# AKWỤKWỌ NKE MỌMỌN

IGBA-AMA ỌZỌ
NKE JISUS KRAỊST

# Akwụkwọ nke Mọmọn

IGBA-AMA

ỌZỌ

NKE

JISUS KRAỊST

# Akwụkwọ nke Mọmọn

NKỌWASI E DERE SITE
N'AKA NKE MỌMỌN
N'ELU EPEKELE
E WETARA SITE N'EPEKELE NILE NKE NIFAỊ

Ya mere, ọ bụ na mkpirisi akụkọ-ndekọta banyere ndị Nifaị, na kwa ndị Leman — E degaara ndị Leman, ndị bụ ndị fọdụrụ bụ nke ụlọ nke Israel; na kwa ndị Juu na Jentaịlụ — E dere n'ụdị iwu-nsọ, na kwa site n'ike nke mụọ ibu-amụma na nke nkpughe — E dere ma rachie, ma zookwara ya Onye-nwe, ka a ghara imebi ha — Ka ha pụtakwa site n'onyinye na ike nke Chineke, maka nsụgharị-okwu dị n'ime ya — A rachịrị site n'aka nke Moronaị, ma zookwara ya Onye-nwe, ka ha pụta kwa mgbe oge ruru site n'aka ndị Jentaịlụ — Nsụgharị-okwu dị n'ime ya site n'onyinye nke Chineke.

Na mkpirisi ewepụtara site n'Akwụkwọ nke Ita kwa, nke bụ akụkọ-ndekọta nke ndị Jared, ndị gbasasịrị n'oge Onye-nwe gwakọtara asụsụ ha, mgbe ha nọrịị n'ewu ụlọ-elụ tọwa iji garuo elu-igwe — Nke ga-egosị ndị fọdụrụ nke ụlọ nke Israel ọtụtụ nnukwu ihe Onye-nwe meworo nye ndị nna ha; na kwa ka ha nwee ike ịmata ọgbụgba-ndụ nile nke Onye-nwe, na achụpụghị ha ruo mgbe nile — Na kwa ime ka ndị Juu na ndị Jentaịlụ kwenye na Jisus bụ Kraịst ahụ, Chineke mgbe Ebighi-ebi, na-egosị onwe ya mba nile — Ma ugbua, ọbụrụ na e nwere ndehie ha bụ nghọtahịe nke mmadụ; ya mere, a katọkwala ihe nile nke Chineke, ka e wee nweta gị n'ụdị ndị na-enweghị ntụpọ n'oche ikpe nke Kraịst.

---

Ntụgharị-asụsụ nke mbụ ya site n'epekele
nile n'Asụsụ Bekee sitere
n'aka Joseph Smith Nta
Mbipụta Asụsụ Bekee nke mbụ e bipụtara na
Palmyra, New York, USA, n'afọ 1830

---

# IME KA A MATA

Akwụkwọ nke Mọmọn bụ ukwu akwụkwọ-nsọ nke a ga-atụnyere Bible. Ọ bụ akụkọ-ndekọta maka mmekọrịta Chineke na ndị nile bi na Amerika mgbe ochie ma ihe dị n'ime ya bụ uju nke ozi-ọma mgbe nile na-adigide.

Akwụkwọ nke e dere site n'aka ọtụtụ ndị-amụma mgbe ochie site na mụọ nke ibu-amụma na nkpughe. Okwu ha nile, e dere n'elu epekele ọla edo, ka e ñọmiri ma gbuo na mkpirisi site n'aka onye-amụma onye mụrụ maka ihe mere n'oge gara aga, aha ya bụ Mọmọn. Akụkọ-ndekọta a na-enye nkọwasị banyere mba abụọ toliteworonụ. Otu si Jerusalem n'afọ 600 tutu amụọ Kraịst, ma e mesịa kewa ụzọ mba abụọ amara dịka ndị nke Nifaị na ndị nke Leman. Nke ọzọ buworo ụzọ bịa oge Onye-nwe gwakọtara asụsụ nile n'ụlọ-elu Tọwa nke Babel. Ndị a ka a maara dịka ndị Jared. Mgbe ọtụtụ puku afọ gasịrị, e bibiri ha nile ewezuga ndị Leman, ma ha bụ isi ndị nna nna ndị India Amerika.

Nke kachasị n'ihe mere e depụtara n'Akwụkwọ nke Mọmọn bụ ije-ozi nke Onye-nwe Jisus Kraịst n'onwe ya, jere n'etiti ndị Nifaị nwa ntịntị oge o siworo n'ọnwụ bilie. Ọ na-akọwa ozizi nile nke ozi-ọma ahụ, gosịkwa atụmatụ nke nzọpụta, ma gwa ndị mmadụ ihe ha na-ahaghị ime ka ha wee nweta udo n'ụwa nke a na nzọpụta ebighi-ebi n'ụwa nke na-abịa.

Mgbe Mọmọn dechaworo ihe odide ya, o wee were nkọwasị ahụ nye nwa ya nwoke Moronaị, onye tinyere mkpụrụ okwu ole na ole bụ nke aka ya ma zoo epekele ahụ n'ugwu Kumora. Na mkpụrụ ụbọchị 21 nke ọnwa Septemba, n'afọ 1823, otu Moronaị ahụ, mgbe ọ nọ n'otuto nke onye biliteworo n'ọnwụ, pụtakwutere Onye-amụma Joseph Smith, wee kuziere ya maka akụkọ-ndekọta mgbe ochie ahụ na nsụgharị a ga-asụgharị ya n'asụsụ Bekee.

Mgbe oge ruru epekele nile ahụ ka e nyere Joseph Smith, onye tụgharịrị ha site n'onyinye na ike nke Chineke. Akụkọ-ndekọta ahụ ka ebipụtaworo ugbua n'ọtụtụ asụsụ dịka mgbakwụnye ama ọhụrụ na Jisus Kraịst bụ Ọkpara nke Chineke dị ndụ na kwa na ndị nile ga abịakwute ya ma rube isi na iwu na emume-nso nile nke ozi-ọma ya, a ga-azọpụta ha.

Gbasara akụkọ-ndekọta nke a, Onye-amụma Joseph Smith sịrị: "A gwara m ụmụnne ahụ na Akwụkwọ nke Mọmọn bụ akwụkwọ a kachasịrị dezie edezi n'ụwa, bụrụ kwa isi oke-nkume nke okpukpe chi anyị, na mmadụ ga-abịa Chineke nso site na ịnọgide n'usoro iwu ya, karịa site n'akwụkwọ ọbụla ọzọ."

Tinyere Joseph Smith, Onye-nwe họpụtara mmadụ iri na otu ọzọ, ịhụ epekele ọla-edo ahụ n'onwe ha na ka ha bụrụ ndị aka-ebe pụrụ iche maka ezi-okwu na ịdị nsọ nke Akwụkwọ nke Mọmọn ahụ.

Ama ha dere-ede ka e tinyekwara n'ebe a dịka "Ịgba-ama nke ndị-aka-ebe Mmadụ Atọ" na "Ịgba-ama nke ndị-aka-ebe Mmadụ Asatọ."

Anyị na-akpọ mmadụ nile nọ ebe nile oku ka ha gụọ Akwụkwọ nke Mọmọn, ka ha tụgharịa uche ha n'ozi dị n'ime ya, ma e mesịa ka ha jụọ Chineke, Nna nke Mgbe Ebighi-ebi, n'aha nke Kraịst ma akwụkwọ ahụ ọ bụ ezi-okwu. Ndị nile ga-eso nkuzi a, ma jụọ n'okwukwe ga-enweta ịgba-ama nke ezi-okwu na ịdị nsọ ya site n'ike nke Mụọ Nsọ (Hụ Moronaị 10:3–5.)

Ndị nke nwetara aka-ebe a dị nsọ site na Mụọ Nsọ ga-amata kwa site n'otu ike ahụ na Jisus Kraịst bụ Onye-nzọpụta nke ụwa, na Joseph Smith bụ onye-mkpughe na onye-amụma ya n'oge ikpeazụ ndị a, na Nzukọ nke Jisus Kraịst nke ndị-nsọ Ụbọchị-Ikpeazụ a bụ ala-eze nke Onye-nwe e hiwere n'elu ụwa ọzọ kwa, iji kwado maka ọbịbịa nke ugboro abụọ nke Mesaịa ahụ.

# ỊGBA-AMA NKE NDỊ-AKA-EBE MMADỤ ATỌ

Ka mba nile, ebo nile, asụsụ nile, na mmadụ nile mata, bụ ndị ọrụ a ga-abịaru aka: Na anyị, site n'amara nke Chineke Nna, na Onye-nwe anyị Jisus Kraịst, ahụwo epekele ahụ bụ ebe e dere akụkọ-ndekọta a, nke bụ akụkọ-ndekọta nke ndị Nifaị, na kwa ndị Leman, bụ ụmụnne ha, na kwa ndị Jared, ndị si n'ụlọ-elu Towa ahụ nke e kwuru maka ya. Ma anyị ma kwa na a tụgharịrị ha site n'onyinye na ike nke Chineke, n'ihi na olu ya agwawo anyị ya; ya mere, anyị ma n'ezi okwu na aka ọrụ a bụ ezi okwu. Ma anyị na-agbakwa ama na anyị ahụwo ihe nkanye ndị a nke dị n'elu epekele; na-egosịwo kwa anyị ya site n'ike nke Chineke, ma ọbụghị nke mmadụ. Ma anyị na-ekwupụta n'okwu anya-udo, na mụọ-ozi nke Chineke rịdatara site n'elu-igwe, na o wetara ma dota n'anya anyị, na anyị lere ma hụ epekele ndị ahụ, na ihe nkanye dị n'elu ha; ma anyị matara na ọ bụ site n'amara nke Chineke Nna, na Onye-nwe anyị Jisus Kraịst, ka anyị hụrụ ma gbaa-ama na ihe ndị a bụ ezi okwu. Ma ọ bụ oke ihe ịtụn'anya anyị. Otu o sila dị, olu nke Onye-nwe nyere anyị iwu ka anyị gbaa-ama maka ya; ya mere, n'irube isi nye iwu nke Chineke, anyị na-agba ama ihe ndị a. Ma anyị matara na ọbụrụ na anyị e nwee okwukwe n'ime Kraịst, anyị ga-asachapụ uwe anyị ọbara nke mmadụ nile, ma bụrụ ndị a ga achọta na-enweghị ntụpọ n'iru oche ikpe nke Kraịst, ma ga-ebinyere ya ebighi-ebi n'elu-igwe nile. Ka nsọpụrụ dịrị Nna, na Ọkpara, na Mụọ Nso, nke bụ otu Chineke. Amen.

Oliver Cowdery
David Whitmer
Martin Harris

# ỊGBA-AMA NKE NDỊ-AKA-EBE MMADỤ ASATỌ

KA mba nile, ebo nile, asụsụ nile, na mmadụ nile mata, bụ ndị ọrụ a ga-abịaru aka: Na Joseph Smith Nta, onye ntụgharị-asụsụ nke ọrụ a, egosịwo anyị epekele ndị ahụ nke e kwuworo okwu maka ha, nke yiri ọla-edo; na mpekele akwụkwọ ole nile dịka Smith ahụ a na-ekwu okwu ya tụgharịworo, anyị bitụrụ ha aka anyị; ma anyị hụkwara nkanye ndị ahụ dị n'elu ha, nke ha nile nwere ụdị aka ọrụ ndị mgbe ochie, na ụdị aka ọrụ akpachapụrụ anya rụọ. Ma nke a ka anyị na-agba ama ya n'okwu anya udo, na Smith ahụ e kwuru maka ya egosịwo anyị ha, n'ihi na anyị ahụwo ma bulite kwa, ma mata n'ezi-okwu na Smith ahụ a na-ekwu maka ya enwetawo epekele ndị a nke anyị kwuworo maka ha. Ma anyị dere aha anyị nye ndị ụwa, iji gbaa aka-ebe nye ndị ụwa maka ihe anyị hụworo. Ma anyị ekwughị okwu ụgha, Chineke na agba aka-ebe maka nke a.

CHRISTIAN WHITMER
JACOB WHITMER
PETER WHITMER NTA
JOHN WHITMER
HIRAM PAGE
JOSEPH SMITH UKWU
HYRUM SMITH
SAMUEL H. SMITH

# ỊGBA-AMA NKE ONYE-AMỤMA JOSEPH SMITH

Okwu nile nke onwe ya nke Onye-amụma Joseph Smith kwuru maka ọbịbịa nke Akwụkwọ nke Mọmọn bụ ndị a:

"Na mgbe anyasị nke . . . ụbọchị nke iri abụọ na otu nke Septemba [n'afọ 1823] . . . m wee were onwe m gaa n'ekpere na arịrịọ nye Chineke Pụrụ Ime Ihe nile. . . .

"Mgbe m ka nọ na-akpọku Chineke, m wee chọpụta ìhè ka ọ na-enwubata n'ime ụlọ m, nke gara n'iru na-abawanye ruo mgbe ọnụ-ụlọ ahụ jupụtara n'ìhè karịa etiti ehihie, mgbe otu oge ahụ otu onye pụtara ìhè n'akụkụ àkwà-ụra m, na-eguzọ n'ime ikuku, n'ihi na ụkwụ ya emetụghị ala-ụlọ.

"O yi uwe mwụda na-ekesighị ike nke ịdị-ọcha ya mabigara mma oke. Ọ bụ ịdị-ọcha nke karịrị ihe ọbụla nke ụwa nke m hụworo mgbe ọbụla; ma-ọbụghịkwanụ na m ga-ekwere na-enwere ike ime ihe nke ụwa ọbụla ka ọ mabiga mma oke n'ịdị-ọcha na-amụke amụke. Aka ya abụọ gba-ọtọ, na kwa ogwe-aka ya nile, ntakịrị ihe ruo n'elu nkwọ nkwọ aka ya; otu ahụ, kwa, ka ụkwụ ala ya gba-ọtọ, dịka ogwe ụkwụ ya nile, ntakịrị ihe ruo n'elu nkwọ nkwọ ụkwụ ya. Isi ya na olu ya gba kwa ọtọ. Enwere m ike ịchọpụta na o nweghị uwe ọzọ o yi ma-ọbụghị uwe mwụda nke a, n'ihi na o ghere oghe, otu m nwere ike ịhụ baa n'obi ya.

"Ọbụghị nanị na uwe mwụda ya dị ọcha dịbiga ya oke, mana ozuzu onwe ya dị ebube karịa ihe e nwere ike ịkọwadaru ala, mbara-iru ya n'ezi-okwu dịka amụma mmiri. Ime-ụlọ ahụ nwubigara ìhè oke, mana ọ mụkeghị ebe ọ dị ukwuu dịka nso nso gburu gburu onwe ya. Mgbe m legidere ya anya na mbụ atụrụ m egwu; mana egwu ahụ hapụrụ m ngwa-ngwa.

"O wee kpọọ m aha m sịkwa m na ya onwe ya bụ onye-ozi e zitaara m site n'iru nke Chineke, na aha ya bụ Moronaị; na Chineke nwere ọrụ maka m nke m ga-arụ; nakwa aha m ka a ga-enwe maka ihe ọma na ihe ọjọọ, n'etiti mba nile, ebo nile, na asụsụ nile, ma-ọbụ na-aga-ekwu ma ihe ọma na ihe ọjọọ gbasara ya n'etiti mmadụ nile.

"O wee sị na o nwere akwụkwọ nke e debere maka nchekwa, e dere n'elu epekele ọla-edo, na-enye nkọwasị maka ndị bibuuru na kọntinenti nke a, na ebe ha siri bịa. Ọ sịkwara na uju nke Ozi-ọma mgbe nile na-adigide dị n'ime ya, dịka Onye-nzọpụta nyefere n'aka ndị ahụ biiri na ya mgbe ochie;

"Nakwa, na-enweere okwute abụọ dị na ụta ọla-ọcha—na okwute ndị a, nke e kedoro n'epekele nchekwa-obi, mejupụtara ihe a kpọrọ Urim na Tumim—e debere maka nchekwa ya na epekele ndị ahụ; na na-inwe na iji okwute ndị a rụọ ọrụ bụ ihe mejupụtara *ndị Ọhụ-ụzọ* na mgbe ochie ma-ọbụ oge nile gara-aga; na Chineke kwadobe kwara ha maka ịtụgharị asụsụ nke akwụkwọ ahụ.

* * * * * * *

"Ọzọ, ọ gwara m, na mgbe m nwetara epekele nile ndị ahụ nke o kwuworo maka ha — n'ihi na oge ahụ nke a ga-eji nweta ha ezubeghị — Ekwesịghị m ịgosi ha mmadụ ọbụla, ọbụghị epekele-nchekwa obi ahụ tinyere Urim na Tumim; nanị ndị ahụ a ga-enye m iwu igosi ha; ọbụrụ na m e mee ya na a ga-ebibi m. Mgbe mụ na ya na-akparịta ụka banyere epekele nile ahụ, ọ́hù̀ ahụ ka e kpughere nye uche m na e nwere m ike ịhụ ebe ahụ nke e debere epekele nile ahụ maka nchekwa, na hụ ha nke ọma na ido-anya nke na m matara ebe ahụ ọzọ mgbe m gara leta ya.

"Mgbe mụ na ya kwuchara m wee hụ ìhè ahụ dị n'ime ụlọ ahụ ka ọ malitere ịchịkọta ọnụ nso nso gburugburu onye ahụ nke nọrọ na-agwa m okwu, ọ gakwara n'iru ime otu a ruo mgbe ime ụlọ ahụ a hapụkwara ya n'ọchịchịrị, ewezuga nanị gburu gburu ya, mgbe otu ntabi anya m wee hụ, ihe dịka oghere ka o meghere baa n'ime elu-igwe, o wee rigoro ruo mgbe na-ahụghị kwa ya anya, ma a hapụrụ ime ụlọ ahụ dịka ọ dịbuuru tutu ìhè nke elu-igwe nkea a bata.

"Edinara m ala n'elu akwa na-eche banyere otu ihe ọhụhụ ahụ, na-enwe oke ịtụ-n'anya n'ihe nke a gwaworo m site n'ọnụ nke ọnye-ozi a pụrụ iche; mgbe n'ime etiti ntụgharị uche m, achọpụtara m na mberede na ime-ụlọ m malitere ọzọ inweta ìhè, ma na nwa oge kwa, dịka ọ dị onye-ozi nke elu-igwe ahụ nọkwa ọzọ n'akụkụ akwa m.

"Ọ malitere, ma kọọ kwa ọzọ otu ihe ndị ahụ nile nke o meworoṛị na nleta ya nke mbụ, na-enweghị mgbanwe dịkarịsịrị nta; nke mgbe o mesịrị, o mere ka m mara maka nnukwu ikpe nile ndị nke ga-abịakwasị ụwa, na-eji ntọgbọ n'efu sitere n'ụnwụ, mma-agha, na ajọọ ọrịa; na ikpe ndị a dị mwute ga-abịa n'elu ụwa n'ọgbọ nke a. Mgbe ọ kọchasịrị ihe ndị a nile, ọ rigoro kwa ọzọ dịka o meworoṛị na mbụ.

"N'oge nke a, ihe ndị a adịwo oke omimi n'uche m na ụra gbafuworoṛị site n'anya m, na m dinara ka onye e gweriri egweri n'ime ịtụnanya n'ihe m huworo na nụwọ kwa. Mana olee ịdị ukwuu nke mgbagwọju anya m dị mgbe m hụrụ otu onye-ozi ahụ ọzọ n'akụkụ akwa m, nụkwa ya ka ọ na-akọgharị ma-ọbụ kwugharịa ọzọ nye m otu ihe ndị ahụ dịka ndị nke mbụ; tinye kwa otu ịdọ-aka na ntị nye m; na-agwa m na Setan ga-agba mbọ ịnwa m ọnwụnwa (n'ihi ọnọdụ ịdị ogbenye nke ezi na ụlọ nke nna m), inweta epekele nile ahụ n'ihi iji nweta akụ na ụba. Nke a ka o gbochiri m ime, na-asị na m garịrị aghara inwe ihe nlekwasị anya ọzọ na-inweta epekele nile ahụ kama iji nye Chineke otuto, na m agaghị ekwe ka ebum n'uche ọbụla ọzọ si n'ime m rụọ ọrụ kari kwa nke ahụ bụ nke iwu ala-eze Ya; ewezuga nke a enweghị m ike inweta ha.

"Mgbe nleta nke atọ nke a gasịrị, ọ rịgoro kwa n'elu-igwe dịka na mbụ, ma a hapụkwara m ọzọ ịtụgharị uche n'elu ọ pụrụ iche

nke ihe m ka mụtara site n'ihe mere; mgbe na-etụfughị oge; onye-ozi nke elu-igwe ahụ rigosiworo site n'ebe m nọ nke ugboro atọ, oke ọkụkọ wee bee akwa, m wee chọpụta na chi ọbụbọ adịwo nso, ya bụ na mkparịta-ụka anyị ewereworị abalị ahụ nile.

"E mesịa nwa mgbe nta m wee bilie site n'àkwà m, na dịka m si na-eme a gara m ịrụ-ọrụ nile ndị dị mkpa nke ụbọchị ahụ; mana na-ịgba mbọ ịrụ-ọrụ dịka n'oge ndị ọzọ, achọ pụtara m n'ume m gwụsịrị nke mere na m enweghị ike ịrụ ọrụ kpam kpam. Nna m, onye mụ na ya na-arụkọ ọrụ, chọpụtara n'onwere ihe na-esogbu m, o wee gwa kwa m ka m laa n'ụlọ. M wee malite ịla na-enwe nzube ị gawa n'ụlọ; mana mgbe m na-agba mbọ igafe ogige esi apụta n'ime ubi ebe anyi nọ, ume m wee gwusịa kpam kpam, m wee daa kwa n'ala na-enweghị enyem-aka, na nwa oge a nọdụrụ m na-amataghị maka ihe ọbụla.

"Ihe mbụ nke m nwere ike icheta bụ otu olu na-ekwu okwu nye m, na-akpọ m aha. M wee lelie anya elu, hụ kwa otu onye-ozi ahụ kwa ka ọ na-eguzo n'ofe isi m, ebe ìhè gbara ya gburu gburu dịka na mbụ. Mgbe ahụ ọ kọgharị kwara m ihe nile ahụ nke ọ kọwoororị m n'abalị nke gara aga, nye kwa iwu ka m gakwuru nna m gwa kwa ya maka ọ́hụ̀ ahụ na iwu-nsọ nile nke m nataworo.

"Erubere m isi; m wee laghachikwuru nna m n'ubi, kọgharị-kwaara ya ihe nile ahụ. Ọ zaghachiri m na ihe a sitere na Chineke, wee gwakwa m ka m gaa mee dịka e nyeworo m iwu site n'ake onye-ozi ahụ. Ahapụrụ m ubi ahụ, wee gaa kwa n'ebe onye-ozi ahụ gwara m na epekele nile ahụ dị e debere ha, na n'ihi mpụta ìhè nke ọma nke ọ́hụ̀ ahụ nke m hụworo banyere ya, amatara m ebe ahụ ozugbo m rutere ebe ahụ.

"Nso nso ruo ọnụmara Manchester, na ógbè Ontario, New York, ka otu ugwu nke butụrụ ibu na-eguzo, bụ kwa nke kachasị ịdị elu karịa nke ọbụla na agbata-obi ahụ. Na mpaghara ọdịda anyanwụ nke ugwu a, n'ebe na-adịghị anya site n'elu ya, n'okpuru otu okwute nke buturu ibu ka epekele nile ahụ dina, e debere ha n'otu igbe okwute. Okwute a dị agbidigbi dịkwa gburugburu n'etiti nke akuku elu ya, na gịrịgịrị karịa na ebe nile nke nkọ onụ ya nke mere na mpaghara etiti ya ka a na-ahụ anya n'elu ala, mana nkọ ya gburu gburu ka e jiri aja kpochie.

"Mgbe m wepụsịworo aja ala ahụ, m wee weta osisi mgba nke m fanyere n'okpuru nkọ nke okwute ahụ na site n'itinye ya obere ume wee bulite ya elu. M wee leba anya n'ime ya, n'ebe ahụ n'ezie a hụrụ m epekele ahụ nile, Urim na Tumim ahụ, na epekele nchekwa-obi, dịka onye-ozi ahụ kwuru. Igbe ahụ nke ha dị n'ime ka a kpụrụ site n'inyibe kọta okwute ọnụ n'ime ihe dịka simente eji nyakọta ha ọnụ. N'íkè ime igbe ahụ ka e nyibere okwute abụọ akufere akụfe, n'elu otu okwute ndị a ka e nyibere epekele nile ahụ, na ihe ndị ọzọ nile so kọ ha.

"A gbara m mbọ ka m wepụta ha, mana e gbochiri m site n'aka onye-ozi ahụ, ọ gwakwara m ọzọ n'oge maka iwepụta ha ìhè e rubeghị, ọ gaghị kwa eru, ruo afọ anọ site n'oge ahụ; kama ọ gwara m na m ga na-abịa ebe ahụ kpọm kwem n'otu afọ site n'oge ahụ, na ya ga kwa na-ezute m ebe ahụ, na m ga-aga n'iru na-eme otu ahụ ruo mgbe oge ahụ ga-abịa maka inweta epekele nile ahụ.

"N'ikwekọrịta, dịka e nyeworo m n'iwu, agara m n'ọgwụgwụ nke afọ ọbụla, n'oge ọbụla kwa a hụrụ m otu onye-ozi ahụ ebe ahụ, natakwa nkụzi na akọnuche site n'aka ya na mkparịta-ụka ọbụla anyị nwere, gbasara ihe Onye-nwe na-aga ime, na otu na usoro a ga-esi duzie ala-eze ya n'ụbọchị ndị-ikpe-azụ.

* * * * * * *

"N'ikpe-azụ oge rutere maka inweta epekele nile ahụ, Urim na Tumim ahụ, na epekele nchekwa obi ahụ. N'ụbọchị nke iri abụọ na abụọ nke ọnwa Septemba, n'afọ otu puku, narị asatọ na iri abụọ-na asaa, mgbe m gara dịka m na-eme n'ọgwụgwụ nke afọ nke ọzọ n'ebe ahụ e debere ha maka nchekwa, otu onye—ozi nke elu-igwe ahụ kwa nyefelitere ha n'aka m jiri inye iwu nke a: na ha ga-abụ ihe diịrị m ilekọta; na ọ bụrụ na m ga-ahapụ ha na-enweghị ịkpachapụrụ ha anya, ma-ọbụ site na nleghara-anya nke m, na-aga-ebepụ m; kama na m ga-eji ịgbasi mbọ nile ike chekwaa ha, ruo mgbe ya, onye-ozi ahụ, ga-akpọ maka ha, e kwesịrị ka e chekwaa ha.

"Achọpụtara m n'oge na-eteghị anya ihe mere m jiri nata iwu ndị ahụ siri ike idebe ha na nchekwa, na ihe mere na onye—ozi ahụ kwuru sị na mgbe m mere ihe a tụrụ anya n'aka m, na ya ga-akpọ maka ha. N'ihi na-oteghị anya a matara na m ji ha ka e tinyere nnukwu ume n'ọrụ ịnapụ ha n'aka m. Ụdị aghụghọ ọbụla nke e nwere ike ịchọpụta ka e tinyere n'ọrụ maka ebum n'uche ahụ. Mkpagbu ahụ wee dị ilu karịa ma taa akpụ karịa n'oge mbụ, ìgwè ndị mmadụ nọdụkwara na nche akwụsịghị akwụsị inweta ha site n'aka m ma ọbụrụ na ọ ga-ekwe mee. Mana site n'amamihe nke Chineke, ha nọgidere na nchekwa n'aka m, ruo mgbe m rụsịrị site na ha ihe ahụ a chọrọ n'aka m. Mgbe, dịka nkwekọrịta nile siri dị, onye—ozi ahụ kpọrọ maka ha, e nyefelitere m ya ha; o ji kwa ha na nchekwa nke ya ruo ụbọchị nke abụọ nke Mee, otu puku afọ, narị asatọ na iri atọ na asatọ."

Maka nkọwa zuru ezu, hụ Joseph Smith—History [Joseph Smith—Akụkọ] nke dị n'Ọla Pel nke Oke Ọnụ-ahịa, na *History of The Church of Jesus Christ of Latter-day Saints* [*Akụkọ nke Nzukọ nke Jisus Kraịst nke Ndị-nsọ Ụbọchị-Ikpeazụ a*] vọlum 1 site n'isi 1 ruo 6.

Akụkọ-ndekọta mgbe ochie ka e wepụtara site n'ala dịka olu ndị na-ekwu okwu site n'uzuzu, ma atụgharịrị ya n'asụsụ ndị agba ọhụrụ site n'onyinye na ike nke Chineke dịka aka ebe ịgba-ama Dị-nsọ e bipụtara nke mbụ nye ndị ụwa n'asụsụ Bekee n'afọ 1830 dịka THE BOOK OF MORMON.

# Akwụkwọ nke Mọmọn

Akwụkwọ nke Mọmọn bụ akụkọ-ndekọta dị nsọ banyere ndị mgbe ọchịe bi n'Amerika, ma a kanyere ya n'elu ọtụtụ mbara igwe. Ụdị epekele igwe anọ ka e kwuru maka ha n'ime akwụkwọ ahụ n'onwe ya:

1. *Epekele nile nke Nifaị,* nke dị ụdị abụọ; ndị Ntakịrị Epekele, na ndị Nnukwu Epekele. Nke mbụ kara lekwasị anya n'odide ihe nke mụọ na ije-ozi na ozizi nke ndị-amụma, ebe nke ikpeazụ ka e jiri dekarịa akụkọ ihe nke ụwa ndị ahụ ọ gbasara (1 Nifaị 9:2–4). Site n'oge Mosaịa, otu o sịla dị, epekele ndị nnukwu ahụ kwa gbakwunyere ihe nke mụọ ndị dị kwa ezi mkpa.
2. *Epekele nile nke Mọmọn,* nke ihe dị n'ime ya bụ akụkọ mkpirisi si n'aka Mọmọn site n'Epekele ndị Nnukwu nke Nifaị, nwere ọtụtụ nkọwa. Epekele ndị a kwa nwere n'ime ha ịga n'iru nke akụkọ si n'aka Mọmọn na mgbakwụnye si n'aka nwa ya nwoke Moronaị.
3. *Epekele nile ndị nke Ita,* nke gosịrị akụkọ nke ndị Jared. Akụkọ-ndekọta a ka e gburu na mkpirisi site n'aka Moronaị, onye tinyere nkọwa nke onwe ya ma chịkọta akụkọ-ndekọta ahụ ya na akụkọ ozuru-ọha n'okpuru isi okwu "Akwụkwọ nke Ita."
4. *Epekele nile nke Bras* e wetara site n'aka ndị nke Lihaị si na Jerusalem n'ime afọ 600 tupu amụọ Kraịst. Ndị a bu n'ime ha "akwụkwọ ise nke Moses, . . . Na kwa akụkọ-ndekọta nke ndị Juu site na mmalite, . . . gbada ruo na mbido ọchịchị nke Zedekaịa, eze nke Juda; Na kwa ibu-amụma nile nke ndị-amụma dị nsọ" (1 Nifaị 5:11–13). Ọtụtụ nn̄omi sitere n'epekele ndị a, n̄omiri Aịsaịa na ndị ọzọ bụ ndị-amụma si na Bible na ndị na esịghị na Bible, pụtara n'ime Akwụkwọ nke Mọmọn ahụ.

Akwụkwọ nke Mọmọn ahụ ihe dị n'ime ya bụ isi akụkụ iri na ise ma-ọbụ nkewa, ihe e jiri mara ha ma e wezuga otu, bụ akwụkwọ, a gụrụ aha nke onye kachara dee ya. Akụkụ nke mbụ (akwụkwọ isii ndị mbụ, kwụsịrị na Ọmnaị) bụ ntụgharị-asụsụ si n'Epekele ndị Ntakịrị nke Nifaị. N'etiti akwụkwọ ndị nke Ọmnaị na Mosaịa bụ nke ntinye a akpọrọ Okwu nile nke Mọmọn. Ntinye a jikọtara akụkọ-ndekọta ahụ a kanyere n'elụ Epekele ndị Ntakịrị ya na mkpirisi edemede nke Mọmọn banyere Epekele ndị Nnukwu.

Akụkụ kacha ogologo, site na Mosaịa ruo Mọmọn, isi 7, ma achịkọta ha, bụ ntụgharị-asụsụ nke igbu na mkpirisi nke Mọmọn gburu ya n'Epekele ndị Nnukwu nke Nifaị. Akụkụ mmechi ahụ, site na Mọmọn isi 8, ruo na ngwụcha ukwu akwụkwọ, ka a kanyere site n'aka nwa Mọmọn nwoke bụ Moronaị, onye mgbe o dechaworo

akụkọ-ndekọta nke ndụ nna ya, gburu akụkọ-ndekọta nke ndị Jared na mkpirisi (dịka Akwụkwọ nke Ita) ma e mesịa o tinye akụkụ ndị a na-akpọ Akwụkwọ nke Moronaị.

N'ime ma-ọbụ ihe dịka 421, mgbe a mụworo Kraịst, Moronaị, bụ onye ikpeazụ na ndị-amụma Nifaị ndị mụtara akụkọ gbasara ihe gara aga, rachịrị akụkọ-ndekọta dị-nsọ ahụ ma zoo ha nye Onye-nwe, ka e wee wepụta ha n'oge ikpeazụ, dịka olu nke Chineke buru ụzọ gbaa ama site n'ọnụ ndị-amụma ya mgbe ọchịe. N'ime 1823 mgbe a mụworo Kraịst otu Moronaị a, bụzi onye e sịworo n'ọnwụ kulite, gara leta Onye-amụma Joseph Smith ma e mesịa o nyefee epekele ahụ a kanyere ihe n'aka ya.

# Akwụkwọ nke Mọmọn

| *Aha* | *Ọnụ Ọgụgụ Iru-akwụkwọ* |
|---|---|
| Akwụkwọ Mbụ nke Nifaị | 1 |
| Akwụkwọ nke Abụọ nke Nifaị | 63 |
| Akwụkwọ nke Jekọb | 144 |
| Akwụkwọ nke Inọs | 167 |
| Akwụkwọ nke Jarọm | 170 |
| Akwụkwọ nke Ọmnaị | 172 |
| Okwu nile nke Mọmọn | 175 |
| Akwụkwọ nke Mosaịa | 178 |
| Akwụkwọ nke Alma | 254 |
| Akwụkwọ nke Hilaman | 460 |
| Nifaị nke Atọ | 508 |
| Nifaị nke Anọ | 579 |
| Akwụkwọ nke Mọmọn | 584 |
| Akwụkwọ nke Ita | 607 |
| Akwụkwọ nke Moronaị | 646 |

# Akwụkwọ Mbụ nke Nifaị

ỌCHỊCHỊ NA IJE-OZI YA

Nkọwasị nke Lihaị na nwunye ya Saraịa, na ụmụ nwoke ya anọ, ndị aha ha bụ, (malite na nke okenye) Leman, Lemuel, Sam na Nifaị. Onye-nwe dọrọ Lihaị aka na ntị ka o si n'ala Jerusalem pụọ, n'ihi na o buuru ha amụma gbasara ajọọ-omume ha, ha wee chọọ ibibi ndụ ya. O wee gaa njem mkpụrụ ụbọchị atọ n'ime ọzara, ya na ezi na ụlọ ya. Nifaị wee kpọrọ ụmụnne ya ndị nwoke laghachị n'obodo Jerusalem inweta akụkọ-ndekọta e dekọrọ banyere ndị Juu. Nkọwasị maka ahụhụ ha. Ha kpọrọ ụmụ-ada Ịshmel ka ha bụrụ ndị nwunye ha. Ha chịkọrọ ezi na ụlọ ha wee si n'ala ahụ pụọ baa n'ime ọzara. Ahụhụ na mkpagbu ha n'ime ọzara ahụ. Ụzọ ha siri gaa njem ha. Ha wee bịaruo nnukwu mmiri nile. Ụmụnne Nifaị wee nupụ-isi imegide ya. O wee mechie ha ọnụ, ma wuo ụgbọ mmiri. Ha wee gụọ aha ebe ahụ Uju. Ha wee gafee nnukwu mmiri ahụ banye n'obodo e kwere na nkwa, na ihe ndị ọzọ. Nke a bụ dịka nkọwasị Nifaị siri dị; ma-ọbụ ikwu ya n'ụzọ ọzọ, mụ, bụ Nifaị, dere akụkọ-ndekọta a.

## ISI 1

*Nifaị wee malite ide akụkọ-ndekọta banyere ndị ya—Lihaị wee hụ ọ̀hụ̀ ogidi ọkụ ma gụọ kwa n'akwụkwọ nke amụma—O wee too Chineke, gbaa ama gbasara ọbịbịa nke Mesaịa, wee buo amụma mbibi nke Jerusalem—Ndị Juu wee na-esogbu ya. Ihe dịka n'afọ 600 tutu amụọ Kraịst.*

MỤ, [a]Nifaị, ebe a mụrụ m
site [b]n'ezi [c]nne na nna, ya
mere [d]akụziri m ihe n'ụdị mmụta nke nna m; ebe ọ bụ na ahụwo
m ọtụtụ [e]mkpagbu n'ụbọchị
ndụ m nile, otu o sila dị, ebe ọ
bụ na onye agọziri agọzi n'anya
Onye-nwe n'ụbọchị ndụ m nile
ka m bụ; e, ebe ọ bụ na m matara ịdị mma na [f]ihe omimi nile
nke Chineke, ya mere e depụtara m [g]akụkọ-ndekọta a n'usoro
dịka m si mee n'ụbọchị m nile.
2 E, ana m edepụta akụkọ-ndekọta a [a]n'asụsụ nke nna m, nke
ihe dị n'ime ya bụ ọmụmụ ihe
nke ndị Juu na asụsụ nke ndị
Ijipt.
3 Amakwa m na akụkọ-ndekọta nke m na-ede bụ [a]ezi okwu;
E ji kwa m aka m depụta ya; E
dekwara m ya dịka m si mara.
4 N'ihi na o wee ruo na mmalite nke [a]afọ mbụ nke ọchịchị

[1 NIFAỊ]
**1** 1*a* NGAN Nifaị, Nwanwoke nke Lihaị.
*b* Ilu 22:1.
*c* OznỌd. 68:25, 28. NGAN Ndị Nne na Nna.
*d* Inọs 1:1; Mosa. 1:2–3. NGAN Kụzie, Onye Nkụzi.
*e* NGAN Ihe Isi-ike.
*f* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
*g* NGAN Akwụkwọnsọ nile.
2*a* Mosa. 1:2–4; Mọm 9:32–33.
3*a* 1 Nif. 14:30; Mosa. 1:6; Ita 5:1–3; OznỌd. 17:6.
4*a* NGAN Usoro Oge na Ebe nile na Iheomume nile—n'afọ 598 tutu amụọ Kraịst.

nke [b]Zedekaịa, eze nke Juda,
(ebe ọ bụ na nna m, Lihaị biri
na [c]Jerusalem ụbọchị ya nile);
N'ime afọ ahụ kwa ọtụtụ [d]ndị-
amụma pụtara, na-eburu ndị
mmadụ amụma na ha kwesịrị
icheghari, ma-ọbụ ebibie obodo-
ukwu [e]Jerusalem.
5 Ya mere o wee ruo na nna m,
[a]Lihaị, ka ọ na-aga, na-ekpere
Onye-nwe, e, ọbụna jiri [b]obi ya
nile, n'ihi ndị nke ya.
6 Ma o wee ruo ka ọ na-ekpere
Onye-nwe, e wee nwe [a]ogidi
ọkụ nke nọdụrụ n'elụ okwute
n'iru ya; o wee hụ ma nụ kwa
otutụ ihe; ma n'ihi ihe ndị ọ
hụrụ ma nụ kwa, o wee ma jijiji,
tụọ kwa egwụ nke ukwuu.
7 Ma o wee ruo ka ọ laghachịrị
n'ụlọ nke ya na Jerusalem; o wee
luo onwe ya n'elu àkwà ụra ya,
ebe Mụọ na ihe ndị ọ hụrụ
[a]jidesịrị ya ike.
8 Otu ọ bụ na Mụọ e jidesịwo
ya ike, o wee daa n'ụra nke [a]ọ̀hù̩,
ruo ka ọ hụrụ ebe [b]elu-igwe
meghere, o wee chee na ya hụrụ
Chineke nọdụrụ n'oche-eze ya, e
jiri ìgwè ndị mụọ-ozi a napụghị
ịgụta ọnụ gbaa ya gburu-gburu
n'ọnọdụ nke ịbụ abụ na ito Chi-
neke ha.
9 Ma o wee ruo ka ọ hụrụ Otu
onye ka ọ na-arịdata site n'etiti
elu-igwe, ma ọ hụrụ na ebube
nke [a]ịdị ọcha ya karịrị nke anya-
nwụ nke etiti ehihie.
10 O wee hụ kwa [a]iri na
abụọ ọzọ na-eso ya, ndị ịdị
ọcha ha karịrị nke kpakpando
dị n'elu.
11 Ha wee rịdata ruo n'elu
iru nke ụwa; nke mbụ wee bịa
guzoro n'iru nna m, wee nye ya
[a]akwụkwọ, wee sị ya gụọ.
12 Ma o wee ruo ka ọ na-agụ
ya, o wee jupụta na [a]Mụọ nke
Onye-nwe.
13 O wee gụọ, na-asị: Ahụhụ,
ahụhụ, ga-adịrị Jerusalem, n'ihi
na ahụwo m [a]ihe arụ gị nile! E,
ọtụtụ ihe ka nna m gụrụ banye-
re [b]Jerusalem—na o kwesịrị ka
e bibie ya, na ndị nile bi n'ime
ya; ọtụtụ ga-ala-n'iyi site na
mma-agha, ọtụtụ kwa ka a ga
[c]adọkpụrụ n'agha baa n'ime
Babịlọn.
14 Ma o wee ruo mgbe nna m
gụsịworo ma hụ kwa ọtụtụ
nnukwu ihe dị ịtụ-n'anya, o wee
tikuoro Onye-nwe ọtụtụ ihe;
dịka: nnukwu na ịtụ-n'anya ka
ọrụ gị nile dị, O Onye-nwe
Chineke Pụrụ Ime Ihe nile!

4*b* 2 Ihem. 36:10; Jer. 52:3–5; Omnai 1:15.
*c* 1 Ihem. 9:3.
*d* 2 Ndez. 17:13–15; 2 Ihem. 36:15–16; Jer. 7:25–26. NGAN Onye-amụma.
*e* Jer. 26:18; 2 Nif. 1:4; Hil. 8:20.
5*a* NGAN Lihaị, Nna nke Nifaị.
*b* Jemes 5:16.
6*a* Ọpụ. 13:21; Hil. 5:24, 43; OznỌd. 29:12; A—JS 1:16.
7*a* Dan. 10:8; 1 Nif. 17:47; Moses 1:9–10; A—JS 1:20.
8*a* 1 Nif. 5:4. NGAN Ọ̀hù̩.
*b* Ezik. 1:1; Ọlndoz. 7:55–56; 1 Nif. 11:14; Hil. 5:45–49; OznỌd. 137:1.
9*a* A—JS 1:16–17.
10*a* NGAN Onye-ozi.
11*a* Ezik. 2:9.
12*a* OznỌd. 6:15.
13*a* 2 Ndez. 24:18–20; 2 Ihem. 36:14.
*b* 2 Ndez. 23:27; 24:2; Jer. 13:13–14; 2 Nif. 1:4.
*c* 2 Ndez. 20:17–18; 2 Nif. 25:10; Omnai 1:15.

Oche-eze gị dị elu n'elu igwe
nile, ma ike gị, na ịdị mma gị,
na ebere gị zuru ndị nile bi n'elu
ụwa; ma n'ihi na i nwere obi
ebere, ị gaghị ekwe ka ndị
[a]na-abịakwute gị laa n'iyi!
15 Otu a ka asụsụ nna m siri
dị n'ito Chineke ya; n'ihi na
mkpụrụ-obi ya ñụrịrị ọñụ, obi
ya nile jupụtakwara, n'ihi ihe
ndị ọ hụworo, e, ndị nke Onye-
nwe gosịworo ya.
16 Ma ugbua, mụ, Nifaị, ana-
ghị edecha nkọwasị nile ndị nke
nna m deworo, n'uju, n'ihi na o
dewo ọtụtụ ihe ndị nke ọ hụrụ
n'ọ̀hụ̀ na kwa na nrọ; o dewo-
kwa ọtụtụ ihe ndị nke o buru
[a]na amụma wee gwa kwa ụmụ
ya, bụ nkọwasị nke m na-aga-
ghị edecha n'uju.
17 Ma a ga m ede nkọwasị
banyere ihe mụ onwe m
mere, n'ụbọchị nke ndụ m. Ma
lee, ana m ede na [a]mkpirisi
[b]akụkọ-ndekọta nke nna m, e
dere n'elu epekele nke m de-
woro n'aka m; ya mere, mgbe
m desịworo akụkọ-ndekọta
nke nna m na mkpirisi ka m
ga-ede nkọwasị banyere ndụ
nke m.
18 Ya mere, ọ ga-adị m mma ka
unu nile mara, na mgbe Onye-
nwe gosịworo nna m, Lihaị,
ọtụtụ oke ihe, gbasara [a]mbibi
nke Jerusalem, lee o soro ndị
mmadụ ahụ wee gaa wee malite
[b]na-eburu ha amụma, na ekwu-
pụtakwara ha gbasara ihe ndị ọ
hụrụ ma nụ kwa.
19 Ma o wee ruo na ndị Juu
[a]kwara ya emu n'ihi ihe ndị ọ
gbara ama megidere ha; n'ihi
na ọ gbara ama n'ezi okwu,
ajọ-omume na ihe arụ ha nile
na-eme; ma ọ gbara ama na ihe
ndị ọ hụrụ ma nụkwa, na kwa
ihe ndị ọ gụtara n'akwụkwọ
ahụ, gosịrị n'ezie maka ọbịbịa
nke [b]Mesaịa, na kwa mgbapụta
nke ụwa.
20 Ma mgbe ndị Juu nụrụ ihe
ndị a, ha were iwe megide ya;
e, ọbụna dịka o sị wee ha n'ebe
ndị-amụma mgbe ochie nọ bụ
ndị ha [a]chụpụworo, tụọkwa
okwute, gbuokwa ha; ma ha
wee chọọkwa ndụ ya, ka ha wee
wepụ ya. Ma lee, mụ, Nifaị, ga
egosị unu na [b]obi ebere nke
Onye-nwe ka a na-enye ndị nile
ọ họpụtaworo, n'ihi okwukwe
ha, ime ka ha bụrụ dike ọbụna
ruo n'ike nke nnapụta.

## ISI 2

*Lihaị wee kpọrọ ezi na ụlọ ya baa n'ime ọzara n'akụkụ Oke Osimiri Uhie—Ha wee hapụ arịa ha—Lihaị wee chụọ aja nye Onye-nwe ma kuziekwara ụmụ ya ndị nwoke idebe iwu-nsọ nile—Leman na Lemuel tamuru megide nna ha—Nifaị rubere isi na-ekpekwa ekpere n'okwukwe; Onye-nwe gwara ya*

14*a* Alma 5:33–36; 3 Nif. 9:14.
16*a* 1 Nif. 7:1.
17*a* 1 Nif. 9:2–5.
*b* 1 Nif. 6:1–3; 19:1–6; 2 Nif. 5:29–33; OznỌd. 10:38–46.
18*a* 2 Nif. 25:9–10; OznỌd. 5:20.
*b* NGAN Buo Amụma, Ibu-amụma.
19*a* 2 Ihem. 36:15–16; Jer. 25:4; 1 Nif. 2:13; 7:14.
*b* NGAN Mesaia.
20*a* Hil. 13:24–26.
*b* Alma 34:38; OznỌd. 46:15. NGAN Ebere, Obi-ebere.

*okwu, e wee họpụta ya ka ọ chịwa*
*ụmụnne ya. Ihe dịka n'afọ 600*
*tutu amụọ Kraịst.*

Ma lee, o wee ruo ka Onye-nwe
gwara nna m okwu, e, ọbụla na
nrọ, wee sị ya: Ngọzi na-adịrị gị
Lihaị, n'ihi ihe ndị i meworo; na
n'ihi na i kwesịrị ntụkwasị-obi
ma gwa kwa ndị a ihe m nyere
gị n'iwu, lee, ha chọrọ [a]iwepụ
ndụ gị.
2 Ma o wee ruo ka Onye-nwe
nyere nna m [a]iwu, ọbụna na
[b]nrọ, ka ọ [c]kpọrọ ezi na ụlọ ya
pụọ baa n'ime ọzara.
3 Ma o wee ruo na o [a]rubere isi
n'okwu nke Onye-nwe, ya mere,
o mere dịka Onye-nwe nyere ya
n'iwu.
4 Ma o wee ruo na ọ pụkwara
baa n'ime ọzara. Ma ọ hapụ-
kwara ụlọ ya, na ala nke nketa
ya, na ọla-edo ya, na ọla-ọcha
ya, na ihe oke-ọnụ-ahịa ya, ma
ọ dịghịkwa ihe ọbụla o ji pụọ,
ma ọbụghị nanị ezi na ụlọ ya,
na ihe oriri, na ụlọ-ikwuu, ma
[a]baa n'ime ọzara.
5 Ma o wee gbadata site n'oke
ala dị nso n'ikpere mmiri nke
[a]Oke Osimiri Uhie; o wee gaa
njem n'ime ọzara, n'òkè-ala ahụ
dị nso karịa n'Oke Osimiri Uhie;
ọ gara nọọ njem n'ọzara, ya na
ezi na ụlọ ya, nke ndị so n'ime
ya bụ, nne m Saraịa, na ụmụnne
m ndị nwoke ndị tọrọm bụ,
[b]Leman, Lemuel na Sam.
6 Ma o wee ruo ka ọ garala
njem mkpụrụ ụbọchị atọ n'ime
ọzara, o wee manye ụlọ-ikwuu
ya na [a]ndagwụrụgwụ n'akụkụ
osimiri nke mmiri.
7 Ma o wee ruo na o jiri [a]okwu-
te wuo [b]ebe ịchụ aja, wee chụọrọ
Onye-nwe aja, ma nyekwa
Onye-nwe Chineke anyị [c]ekele.
8 Ma o wee ruo na ọ kpọrọ aha
osimiri ahụ, Leman, ma o kwo-
bakwara n'ime Oke Osimiri
Uhie; na ndagwụrụgwụ ahụ dị
nime òkè-ala nile ahụ dị nso
n'ọnụ mmiri ahụ.
9 Ma mgbe nna m hụrụ na
mmiri nile nke osimiri ahụ kwo-
bara n'isi mmiri Oke Osimiri
Uhie, o wee gwa Leman okwu,
na-asị: O ọ dị m ka asị na ị
ga-adị ka osimiri a, wee na-aga
n'iru na-erụba n'isi mmiri nke
ezi-omume nile!
10 Ma o wee gwa kwa Lemuel
okwu: O ọ dị m ka asị na ịga-adị
ka ndagwụrụgwụ a, guzosie ịke,
na-agbanweghị agbanwe, na
akwaa-akwụrụ n'idebe iwu-nsọ
nke Onye-nwe.
11 Ugbua ihe a ka o kwuru
n'ihi ịkpọ-ekwe-nkụ nke Leman
na Lemuel; n'ihi na lee, ha tamu-
ru [a]ntamu n'ọtụtụ ihe megide
[b]nna ha, n'ihi na ọ bụ [c]onye-na-
ahụ ọ̀hụ̀, tinyere na ọ kpọpụtara

**2** 1*a* 1 Nif. 7:14.
2*a* 1 Nif. 5:8; 17:44.
*b* NGAN Nrọ.
*c* Jen. 12:1;
2 Nif. 10:20;
Ita 1:42;
Abr. 2:3.
3*a* NGAN Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
4*a* 1 Nif. 10:4; 19:8.
5*a* 1 Nif. 16:14;
OznỌd. 17:1.
*b* NGAN Leman.
6*a* 1 Nif. 9:1.
7*a* Ọpụ. 20:25;
Deut. 27:5–6.
*b* Jen. 12:7–8;
Ọpụ. 24:4;
Abr. 2:17.
*c* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
11*a* 1 Nif. 17:17.
NGAN Ntamu.
*b* Ilu 20:20.
*c* 1 Nif. 5:2–4.

ha site n'obodo Jerusalem, ị hapụ ala nke nketa ha, na ọla-edo, na ọla-ọcha, na ihe oke-ọnụ-ahịa ha, ka ha bịa laa n'iyi n'ime ọzara. Ma nke a ka ha kwuru na o meworo n'ihi echiche nzuzu nke obi ya.

12 Ma otu a Leman na Lemuel, bụ ndị kacha bụrụ okenye, tamuru megide nna ha. Ma ha tamuru n'ihi na ha [a]aghọtaghị mmekọ nke Chineke ahụ onye kere ha.

13 Ọ bụghịkwa na ha kwetara na Jerusalem, bụ nnukwu obodo-ukwu ahụ, na-enwere ike [a]ibibi ya dịka ndị-amụma siri buo ya n'amụma. Ha dịkwa ka ndị Juu ndị nke nọ na Jerusalem, ndị chọrọ iwepụ ndụ nna m.

14 Ma o wee ruo, nna m jiri [a]ike gwa ha okwu na ndagwurugwu Lemuel, ebe o jupụtara na Mụọ, ruo mgbe arụ ha nile mara [b]jijiji n'iru ya. O wee kpuchie ha ọnụ, na ha enweghịkwa ike ikwu ihe ọbụla megide ya; ya mere, ha wee mee ka ọ gwara ha.

15 Ma nna m wee biri n'ime ụlọ ikwuu.

16 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, ebe m ka bụ nwata, nke ukwuu, otu o sila dị ebe m buru ibu, gbasie kwa ike, ma nwe kwa ọchịchọ ịmata [a]ihe omimi nile nke Chineke, ya mere, ebekuru m Onye-nwe; ma lee ọ bịara [b]leta m, mee kwa ka [c]obi m dị nro na m [d]kwenyere okwu nile nke [e]nna m kwusịworo; ya mere, e nupụghị m isi megide ya dịka ụmụnne m nwoke ndị ọzọ.

17 Ma wee gwa Sam okwu, ime ka ọ mata ihe ndị nke Onye-nwe gosịrị m site na Mụọ Nsọ ya. O wee ruo na o kwenyere ihe m kwuru.

18 Ma lee, Leman na Lemuel ekwetaghị n'okwu nke m; ebe ọ bụ na o [a]wutere m n'ihi isi-ike nke obi ha, ebekuru m Onye-nwe n'ihi ha.

19 Ma o wee ruo ka Onye-nwe gwara m okwu, si: Ngọzi na-adịrị gị, Nifaị, n'ihi [a]okwukwe gị, n'ihi na ịchọsịwo m ike, n'obi umeala.

20 Ma ọ bụrụra na unu ga-edebe iwu-nsọ m nile unu [a]ga-eme nke ọma, a ga-edugakwa unu [b]n'ala e kwere na nkwa; e, ọbụna ala nke m kwadooro unu; e, ala a họrọrọ karịa ala ndị ọzọ.

21 Ma ọ bụrụra na ụmụnne gị ga-enupu isi megide gị, a [a]ga-ebepụ ha site n'ebe Onye-nwe nọ.

22 Ma ọ bụrụra na ị ga-edebe iwu-nsọ m, a ga-eme gị [a]onye-ọchịchị na onye-nkuzi n'ebe ụmụnne gị nọ.

23 Ma lee, n'ụbọchị ahụ ha

---

12*a* Moses 4:6.
13*a* Jer. 13:14;
1 Nif. 1:13.
14*a* NGAN Ike.
*b* 1 Nif. 17:45.
16*a* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
*b* Abụọma 8:4;
Alma 17:10;
OznỌd. 5:16.
NGAN Mkpughe.
*c* 1 Ndez. 18:37;
Alma 5:7.
*d* 1 Nif. 11:5.
*e* NGAN Nna Na-anwụ Anwụ; Onye-amụma.
18*a* Alma 31:24;
3 Nif. 7:16.
19*a* 1 Nif. 7:12; 15:11.
20*a* Josh. 1:7;
1 Nif. 4:14;
Mosa. 1:7.
*b* Deut. 33:13–16;
1 Nif. 5:5; 7:13;
Moses 7:17–18.
NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
21*a* 2 Nif. 5:20–24;
Alma 9:13–15; 38:1.
22*a* Jen. 37:8–11;
1 Nif. 3:29.

ga-enupu isi megide m, M [a]ga-
abụ ha ọnụ ọbụna ọbụbụ-ọnụ
iwe, ha agaghị kwa enwe ike
ebe mkpụrụ-afọ nke gị nọ ma
ọbụghị na ha ga-enupu isi me-
gidekwa mụ n'onwe m.
24 Ma ọ bụrụ na ha enupu
isi megide m, ha ga-abụ [a]ihe
otiti nye mkpụrụ-afọ nke gị,
[b]ịkwalite ha n'ụzọ nile nke
ncheta.

## ISI 3

*Ụmụ ndịkom Lihaị wee laghachị Jerusalem iweta epekele bras—Leban wee jụ inyepụ epekele ndị ahụ—Nifaị kwalitere ma gbaa kwa ụmụnne ya ume—Leban wee zuru akụ na ụba ha chọọkwa igbu ha—Leman na Lemuel tiri Nifaị na Sam ihe, mụọ ozi wee baara ha mba. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mụ, Nifaị,
laghachịrị site n'ịkparịta ụka
mụ na Onye-nwe, ruo kwa n'ụlọ
ikwuu nke nna m.
2 Ma o wee ruo na ọ gwara m
okwu si: Lee a rọwo m [a]nrọ,
n'ime nke Onye-nwe nyeworo
m iwu ka gị na ụmụnne gị nwo-
ke laghachị Jerusalem.
3 Ma lee, Leban ji akụkọ-nde-
kọta edekọrọ gbasara ndị Juu,
jirịkwa [a]akụkọ-agbụrụ nke ezi
na ụlọ ndị nna nna m ha, ma a
kanyere ha n'elu epekele nile
nke bras.
4 Ya mere, Onye-nwe enyewo
m iwu-nsọ na gị na ụmụnne gị
ndị nwoke ga-eje n'ụlọ Leban,
chọọ akụkọ-ndekọta ahụ ma
wedata ha n'ime ọzara ebe a.
5 Ma ugbua, lee ka ụmụnne gị
ndị nwoke na-atamu, na-asị na
ihe siri ike ka m chọrọ n'aka ha;
ma lee ọ bụghị m chọrọ ka ha
mee ya, kama ọ bụ iwu-nsọ nke
Onye-nwe.
6 Ya mere gaa nwa m, Onye-
nwe ga-agọzi gị n'ihi na [a]ị
tamughị.
7 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
gwara nna m si: [a]A ga m eje
mee ihe ndị ahụ Onye-nwe
nyere n'iwu-nsọ, n'ihi a ma m
na Onye-nwe anaghị enye ụmụ
nke mmadụ [b]iwu-nsọ, ma ọbụ-
ghị na ọ [c]ga-edozi ụzọ ha ga-esị
mezuo ihe ndị ahụ o nyere ha
n'iwu-nsọ.
8 Ma o wee ruo na mgbe nna m
nụrụ okwu ndị a obi tọrọ ya ụtọ
nke ukwuu, n'ihi na ọ maara na
Onye-nwe agọziwo m.
9 Ma mụ, Nifaị, na ụmụnne m
ndị nwoke malitere njem anyị
n'ime ọzara, jirịkwa ụlọ ikwuu
anyị, iji gbago obodo ahụ bụ
Jerusalem.
10 Ma o wee ruo ka anyị ruru
obodo Jerusalem, mụ na ụmụ-
nne m wee kparịta ụka.
11 Ma anyị wee [a]fee nza—

23*a* Deut. 11:28; 1 Nif. 12:22–23; OznỌd. 41:1.
24*a* Josh. 23:13; Ndikp. 2:22–23.
*b* 2 Nif. 5:25.
**3** 2*a* NGAN Nrọ.
3*a* 1 Nif. 5:14.
6*a* NGAN Ịkwado ndị Ndu nile nke Nzukọ.
7*a* 1 Sam. 17:32; 1 Ndez. 17:11–15. NGAN Okwukwe; Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
*b* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
*c* Jen. 18:14; Ndị-Fil. 4:13; 1 Nif. 17:3, 50; OznỌd. 5:34.
11*a* Neh. 10:34; Ọlndoz. 1:26.

onye n'ime anyị ga-aba n'ime
ụlọ Leban. Ma o wee ruo na nza
ahụ mara Leman; Leman wee
baa n'ụlọ Leban, ya na Leban
wee kwụrịta ụka ka ọ nọdụrụ
ala n'ụlọ ya.
12 Ma o wee jụọ Leban maka
akụkọ-ndekọta ahụ e dere n'elu
epekele bras, nke ihe e dere n'ime
ya bụ [a]akụkọ-agbụrụ nke nna m.
13 Ma lee, o wee ruo na iwe
were Leban, o wee tụpụ Leman
ezi site n'ebe ọ nọ; ọ chọghịkwa
inye Leman akụkọ-ndekọta ahụ.
Ya mere, ọ sịrị ya: Lee ị bụ
onye-ori, agakwa m egbu gị.
14 Ma Leman wee si n'ebe ọ nọ
gbalaga, wee kọọ ihe Leban me-
woro anyị. O wee wute anyị nke
ukwuu, ụmụnne m wee chọọ
ịlaghachikwute nna m n'ime
ọzara.
15 Ma lee, agwara m ha sị:
Ebe Onye-nwe na-adị ndụ, anyị
onwe-anyị na-adị kwa, anyị
agaghị alaghachịkwuga nna
anyị n'ime ọzara ahụ wee ruo
mgbe anyị mezuworo ihe nke
Onye-nwe ziworo anyị mee.
16 Ya mere, ka anyị bụrụ ndị
kwesịrị ntụkwasị-obi n'idebe
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe; ya
mere, ka anyị gaa n'ala nke
[a]nketa nna anyị; ma lee, ọ ha-
pụrụ ọla-edo na ọla-ọcha, na
akụ na ụba dị iche iche. Ma ihe
nile ndị a ka o mere n'ihi [b]iwu-
nsọ nile nke Onye-nwe.
17 N'ihi na ọ maara na a [a]ga-
ebibirịrị Jerusalem, n'ihi ajọọ
omume nke ndị ahụ.
18 N'ihi na lee, ha [a]ajụwo
okwu nke ndị-amụma. Ya mere,
ọ bụrụ na nna m ga-anọ n'ala
ahụ mgbe [b]enyeworo ya rị iwu
ka o si n'ala ahụ gbapụ, lee,
ya onwe ya ga-anwụkwa. Ya
mere, ọ dị mkpa ka o si n'ala
ahụ gbapụ.
19 Ma lee, ọ bụ amamihe n'ime
Chineke ka anyị ga-eweta [a]akụ-
kọ-ndekọta ndị a, ka anyị wee
doziere ụmụ anyị asụsụ nke
nna anyị ha.
20 Na kwa ka anyị wee [a]dozie-
re ha okwu ndị nke sitere n'ọnụ
nke ndị-amụma nile dị-nsọ, bụ
ndị e nyeworo ha site na Mụọ
na ike nke Chineke, site na mgbe
ụwa malitere; ọbụna gbada ruo
oge ugbua.
21 Ma o wee ruo na n'ụdị asụ-
sụ a ka m rịọrọ ụmụnne m, ka
ha nwe ntụkwasị-obi n'idebe
iwu-nsọ nke Chineke.
22 Ma o wee ruo ka anyị garu-
ru ala nke nketa anyị, anyị
chịkọtakwara [a]ọla-edo anyị, na
ọla-ọcha anyị, na ihe oke-ọnụ
ahịa anyị.
23 Ma mgbe anyị chịkọtaworo
ihe ndị a, anyị wee gaakwa ọzọ
n'ụlọ Leban.
24 Ma o wee ruo ka anyị ba-
kwugara Leban, ma chọọkwa ka
onye anyị akụkọ-ndekọta ahụ
nke a kanyere n'elu [a]epekele
bras, nke ọbụ n'ihi ya ka anyị
ga-eji wee nye ya ọla-edo anyị,
na ọla-ọcha anyị, na kwa ihe
oke-ọnụ-ahịa anyị nile.
25 Ma o wee ruo na mgbe

12*a* 1 Nif. 3:3; 5:14.
16*a* 1 Nif. 2:4.
*b* 1 Nif. 2:2; 4:34.
17*a* 2 Ihem. 36:16–20; Jer. 39:1–9; 1 Nif. 1:13.
18*a* NGAN Nnupụ-isi.
*b* 1 Nif. 16:8.
19*a* Omnai 1:17; Mosa. 1:2–6.
20*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile ka a ga-echekwa.
22*a* 1 Nif. 2:4.
24*a* 1 Nif. 3:3.

Leban hụrụ akụ na ụba anyị, na o buru ibu karịa, o wee nwe [a]agụụ ibukọrọ ya, nke mere ka ọ chụpụ anyị n'ụlọ ya, wee zie ụmụ-oru ya ka ha gbuo anyị, ka onwe ike nweta akụ na ụba anyị.
26 Ma o wee ruo na anyị gbanahụrụ ụmụ-oru Leban, nke mere na anyị hapụrụ akụ na ụba anyị, ma o wee daba n'aka nke Leban.
27 Ma o wee ruo na anyị gbabara n'ime ọzara, ụmụ-oru Leban agbafeghị anyị, ma anyị zokwara n'oghere dị n'okwute.
28 Ma o wee ruo na Leman weere m ịwe, weekwara nna m; Otu a kwa ka ọ dị Lemuel, n'ihi na ọ ñara ntị n'okwu Leman. Ya mere Leman na Lemuel gwara anyị ọtụtụ [a]okwu ọjọọ, bụ ụmụnne ha nwoke ndị ntakịrị, wee tie kwa anyị mkpara.
29 Ma o wee ruo ka ha na-eti anyị mkpara, lee, [a]mụọ-ozi nke Onye-nwe bịara guzoro n'iru ha, ma o wee gwa ha okwu na-asị: Gịnị mere unu ji na-eti nwanne unu nke ntakịrị mkpara? Unu amataghị na Onye-nwe ahọpụtawo ya ka ọ bụrụ [b]onye ọchịchị unu, ma nke a bụ n'ihi ajọọ-omume unu? Lee unu ga-eje kwa Jerusalem ọzọ, Onye-nwe ga-arara Leban nye n'aka unu.
30 Ma mgbe [a]mụọ-ozi ahụ gwachara anyị okwu, o wee pụọ.
31 Ma mgbe mụọ-ozi ahụ pụworo, Leman na Lemuel wee malite kwa [a]ịtamu, na-asị: O lee otu ọ ga-esị kwe omume na Onye-nwe ga-arara Leban tinye n'aka anyị? Lee, ọ bụ nwoke gbasịrị ike, o nwekwara ike inye iri mmadụ ise iwu, e, o nwekwara ike igbu iri mmadụ ise: Mgbe ahụ gịnị mere ọ gaghị egbu anyị?

## ISI 4

*Nifaị wee gbuo Leban dịka Onye-nwe nyere ya n'iwu-nsọ, o wee nwetakwa epekele bras ahụ site n'ụzọ aghụghọ—Zorọm wee họrọ isonye ezi na ụlọ Lihaị n'ime ọzara ahụ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo ka m gwara ụmụnne m okwu sị: Ka anyị gbago kwa nụ Jerusalem ọzọ, ka anyị nwekwa nụ [a]okwukwe siri ike n'idebe iwu-nsọ nile nke Onye-nwe; ma lee, o siri ike karịa mmadụ nile bi n'ụwa, gịnị ga-eme ka ọ ghara [b]isi ike karịa Leban na iri mmadụ ise ya, e, ma-ọbụ karịa ọtụtụ iri puku mmadụ?
2 Ya mere, ka anyị gbago nụ; ka anyị [a]sie ike dịka [b]Moses; n'ihi na n'ezie ọ gwara mmiri nile nke [c]Oke Osimiri Uhie okwu ha wee gbakọọ n'otu akụkụ na akụkụ nke ọzọ, ndị nna anyị ha

25*a* NGAN Anya-ukwu.
28*a* 1 Nif. 17:17–18.
29*a* 1 Nif. 4:3; 7:10. NGAN Mụọ-ozi nile.
*b* 1 Nif. 2:22.
30*a* 1 Nif. 16:38.
31*a* NGAN Ntamu.
**4** 1*a* NGAN Agbamume, Mgbamume; Okwukwe.
*b* 1 Nif. 7:11–12.
2*a* Deut. 11:8.
*b* NGAN Moses.
*c* Ọpụ. 14:21; 1 Nif. 17:26; Mosa. 7:19.

wee gafee n'ala akọrọ site na ndọkpụ n'agha, ma ndị agha Fero, soro ha, mmiri wee rie ha n'ime mmiri nile nke Oke Osimiri Uhie.

3 Ugbua lee unu ma na nke a bụ ezi-okwu; ma unu makwa na [a]mụọ-ozi agwawo unu okwu; gịnị mere unu ji na-enwe obi abụọ? Ka anyị gbago; Onye-nwe ga-anapụta anyị, dịka o siri zọpụta nna anyị ha, o nwekwara ike ibibi Leban, dịka o siri mee ndị Ijipt.

4 Ugbua a mgbe m kwuworo okwu ndị a, oke iwe ka na-ewe kwa ha, otu o sila dị ha gakwara n'iru na-atamu; otu o sila dị, ha so kwara m gbago ruo mgbe anyị nọ n'ezi mgbidi Jerusalem.

5 Ma ọ bụkwa n'abalị; m wee mee ka ha zoo onwe ha n'ezi mgbidi ahụ. Ma mgbe ha zosịrị onwe ha, mụ, Nifaị, mịpụrụ baa n'ime obodo-ukwu ahụ ma cheekwa iru n'ụlọ Leban.

6 Ma [a]Mụọ wee na-edu m, n'ihi na [b]amaghị m ihe m ga-eme na mbụ.

7 Otu o sila dị agakwara m n'iru, ma mgbe m na-abịaru nso n'ụlọ Leban, m wee hụ otu nwoke, ma ọ dakwara n'ala n'iru m, n'ihi na ọ ñubigara mmanya oke.

8 Ma mgbe m bịaruru ya nso m wee hụ na ọ bụ Leban.

9 M wee hụ [a]mma-agha ya, m wee sepụta ya n'ọbọ ya; ma ebe njide aka ya ka e jiri ọla edo mee, aka ọlụ dị na ya mara mma nke ukwuu, m wee hụ na iru ya ka e jiri igwe kacha oke-ọnụ-ahịa mee.

10 Ma o wee ruo na Mụọ [a]kwalitere m igbu Leban; Ma m kwuru n'ime obi m: O nwebeghị mgbe ọbụla m kwafuru ọbara mmadụ. M wee laa azụ, ọ dị m ka m ghara igbu ya.

11 Ma Mụọ ahụ wee sị kwa m ọzọ: Lee, [a]Onye-nwe aranyewo ya n'aka gị. E, amatakwara m na ọ chọworịị iwepụ ndụ nke mụ onwe m; e, ọ gaghịkwa aña ntị n'iwu-nsọ nile nke Onye-nwe; o [b]bukọsịkwara arịa anyị.

12 Ma o wee ruo na Mụọ gwakwara m ọzọ sị: Gbuo ya, n'ihi na Onye-nwe aranyewo ya n'aka gị;

13 Lee, Onye-nwe [a]na-egbu ndị [b]ajọọ-omume ka ebum-n'obi ezi-omume ya nile wee pụta ìhè. Ọ [c]ka mma na otu onye nwụrụ karịa na mba ga-ala azụ ma laa n'iyi n'ekweghị ekwe.

14 Ma ugbua, mgbe mụ, Nifaị, nụworo okwu ndị a, m wee cheta okwu nke Onye-nwe gwara m n'ime ọzara, na-asị na: [a]Ọ bụrụraa na mkpụrụ-afọ nke gị ga-edebe [b]iwu-nsọ m nile, ha [c]ga-eme nke ọma n'ime [d]ala e kwere na nkwa.

15 E, ma echekwara m na ha enweghị ike idebe iwu-nsọ nile

3*a* 1 Nif. 3:29–31; 7:10.
6*a* NGAN Mụọ Nsọ; Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.
*b* Ndị-Hib 11:8.
9*a* 2 Nif. 5:14; OznỌd. 17:1.
10*a* Alma 14:11.
11*a* 1 Sam. 17:41–49.
*b* 1 Nif. 3:26.
13*a* 1 Nif. 17:33–38; OznỌd. 98:31–32.
*b* NGAN Ajọọ, Ajọọ Omume.
*c* Alma 30:47.
14*a* Omnai 1:6; Mosa. 2:22; Ita 2:7–12.
*b* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
*c* 1 Nif. 2:20.
*d* 1 Nif. 17:13–14; Jekọb 2:12.

nke Onye-nwe dịka iwu nke
Moses, ma ọbụghị ma enyekwa-
ra ha iwu ahụ.
16 Ma amakwara m na [a]iwu
ahụ ka e dere n'elu epekele bras.
17 Ma ọzọ kwa, m wee mata
na Onye-nwe aranyewo Leban
n'aka m n'ihi nke a — ka m
nwe ike inweta akụkọ-ndekọta
ahụ e dere dịka iwu-nsọ ya
nile siri dị.
18 Ya mere erubere m isi n'olu
nke Mụọ ahụ, wee jide isi Leban
site n'agịrị isi ya, wee jiri [a]mma
agha ya gbupụ ya isi.
19 Ma mgbe m jiworo mma
agha ya gbupụ ya isi, m wee
were uwe mwụda nke Leban
yiri n'arụ nke m; e, ọbụna ha
nile; ma m wee were kwa ngwa-
agha ya kee n'ukwu.
20 Ma mgbe m mesịworo nke
a, m wee ga n'ebe Leban na-
echekwa ihe ndị dị mkpa, ma
mgbe m na-aga n'ebe ahụ, lee,
ahụrụ m [a]oru nke Leban onye
ji ọtụghe ụzọ eji akpọghe ebe
nchekwa ihe ndị dị mkpa ahụ.
M wee jiri olu Leban nye ya iwu,
sị ya soro m gaa n'ụlọ nchekwa
ihe dị mkpa ahụ.
21 Ma o wee chee na m bụ nna
ya ukwu, Leban, n'ihi na ọ hụrụ
uwe mwụda na kwa mma agha
ahụ m kere n'ukwu.
22 Ma o wee gwa m okwu gba-
sara ndị okenye ndị Juu, ebe ọ
maara na ha na nna ya ukwu,
Leban, soro pụọ n'abalị ahụ.
23 Ma m wee gwa kwa ya
okwu dịka m bụ Leban.
24 Ma m wee gwakwa ya na m
ga-eburu ihe ahụ e dere ede, nke
e dere n'elu [a]epekele bras, weg-
ara ụmụnne m ndị tọrọm, ndị
nọ kwa n'ezi mgbidi ahụ nile.
25 Ma m wee sị kwa ya soro m.
26 Ma ebe o chere na m na-
ekwu maka ụmụnne nke nzu-
kọ-nsọ, na-echekwa na m bụ
Leban ahụ n'ezie bụ onye nke m
gbuwororịị, ya mere o soro m.
27 Ma ọ gwara m okwu ọtụtụ
mgbe gbasara ndị okenye ndị
Juu ahụ, dịka m na-apụ ịga-
kwuru ụmụnne m, ndị nọ n'ezi
mgbidi ahụ.
28 Ma o wee ruo mgbe Leman
hụrụ m, nnukwu egwu tụrụ
ya, otu a kwa ka ọ dị Lemuel
na Sam. Ha wee si n'ebe m nọ
gbalaga; n'ihi na ha chere na ọ
bụ Leban, na o gbuwo m wee
na-achọkwa iwepụ ndụ ha.
29 Ma o wee ruo na a kpọrọ
m ha oku, ha wee nụ olu m;
ya mere, ha kwụsịrị ịgbara
m ọsọ.
30 Ma o wee ruo na mgbe
oru Leban hụrụ ụmụnne m arụ
mara ya jijiji, o wee chọọ ịgbafu
site n'ebe m nọ laghachị obodo
ukwu nke Jerusalem.
31 Ma ugbua mụ, Nifaị, ebe m
bụ nwoke gbara dimkpa, bụrụ
kwa onye nwetara nnukwu
[a]ume n'aka Onye-nwe, ya mere
e jidesịrị m oru Leban ike, ka ọ
ghara ịgba ọsọ.
32 Ma o wee ruo na m gwara
ya okwu sị na ọbụrụ na ọ ga-
ege ntị n'okwu m nile, ebe
Onye-nwe na-adị ndụ, na ebe
m dị kwa ndụ, ọbụna otu ahụ

16*a* NGAN Iwu nke Moses.
18*a* 1 Sam. 17:51.
20*a* 2 Nif. 1:30.
24*a* 1 Nif. 3:12, 19–24; 5:10–22.
31*a* Mosa. 9:17; Alma 56:56.

ọbụrụ na ọ ga-ege ntị n'okwu
anyị nile, anyị ga-ahapụru ya
ndụ ya.
33 Ma agwakwara m ya okwu,
[a]ñụọrọ ya iyi, na okwesịghị ịtụ
egwụ; na ọ ga-abụ kwa nwoke
nwere onwe ya dịka anyị ma
ọbụrụ na ọ ga-esoro anyị gbada
n'ọzara.
34 Ma m wee gwakwa ya
okwu, sị: N'ezie Onye-nwe nye-
re anyị [a]iwu-nsọ ka anyị mee ihe
a; ọ bụ na okwesịghị ka anyị dị
uchu n'idebe iwu-nsọ nile nke
Onye-nwe? Ya mere, ọbụrụ na ọ
ga-ekwe gị ịgbada n'ime ọzara
ebe nna m nọ, ị ga-enwekwa
ọnọdụ n'etiti anyị.
35 Ma o wee ruo na egwụ pụrụ
[a]Zorọm n'anya n'okwu ndị ahụ
m kwụrụ. Ugbua Zorọm bụ aha
oru ahụ; o wee kwe nkwa na ya
ga-agakwu nna m n'ọzara ahụ.
E, o wee ñụọkwara anyị iyi na
ya ga-anọnyere anyị site n'oge
ahụ gaa n'iru.
36 Ugbua anyị chọsịrị ike ka ọ
nọnyere anyị n'ihi ihe a, ka ndị
Juu wee ghara ịma ihe gbasara
mgbapụ anyị n'ime ọzara, ka
ha ghara ịchụ anyị ọsọ ma gbuo
kwa anyị.
37 Ma o wee ruo na mgbe
Zorọm [a]ñụwooro anyị iyi, egwụ
kwụsịrị ịtụ anyị gbasara ya.
38 Ma o wee ruo na anyị
ewerewo epekele bras ahụ kpọ-
rọkwa oru Leban, wee hapụ baa
n'ime ọzara ahụ, wee garuo
n'ụlọ ikwuu nna anyị.

## ISI 5

*Saraịa wee kpesa mkpesa megide Lihaị—Ha abụọ wee ñụrịa ọñụ maka nlọta nke ụmụ ha—Ha wee chụọ aja—Ihe dị n'epekele bras ahụ bụ ihe odide nile nke Moses na ndị-amụma—Epekele ndị ahụ chọpụtara na Lihaị si n'agbụrụ nke Josef—Lihaị wee buo amụma gbasara mkpụrụ-afọ nke ya na otu aga esị chekwa epekele nile ahụ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na mgbe anyị bịa-
ruworo ọzara ahụ bịakwuru nna
anyị, lee, ọñụ jupụtara ya obi,
otu a ọñụ jupụtakwara nne m,
[a]Saraịa obi karịa, n'ihi na n'ezi
okwu, o ruwo uju n'ihi anyị.
2 N'ihi na o chewọrịị na anyị
anwụwo n'ime ọzara ahụ; n'ihi
na o mewokwa mkpesa megide
nna m, na-asị ya na ọ bụ onye
na-ahụ ọ́hụ̀; sị: Lee, ị siwo n'ala
nke nketa anyị dupụta anyị,
ma ụmụ m ndị nwoke anọ-
ghịkwa, anyị wee na-ala n'iyi
n'ime ọzara.
3 Ma-ọbụ ụdị okwu di otu a ka
nne m jiri na-ekpesa mkpesa
megide nna m.
4 Ma o wee ruo na nna m gwa-
ra ya okwu, sị: A ma m na m bụ
[a]onye na-ahụ ọ́hụ̀; n'ihi na ọbụ-
rụ na m ahụghị ihe nke Chineke
[b]n'ọ́hụ̀, agaraghị m ama ịdị
mma nke Chineke, kama m ga-
ara anọgide na Jerusalem, ma

33*a* NGAN Ịñụ-iyi.
34*a* 1 Nif. 2:2; 3:16.
35*a* 1 Nif. 16:7; 2 Nif. 5:5–6. NGAN Zorọm, Ndị Zorọm.
37*a* Josh. 9:1–21; Ekl. 5:4. NGAN Ịñụ-iyi.
**5** 1*a* NGAN Saraịa.
4*a* 1 Nif. 2:11.
*b* 1 Nif. 1:8–13. NGAN Ọ́hụ̀.

sorokwa ụmụnne m ndị nwoke
laa n'iyi.
5 Ma lee, enwetawo m [a]ala e
kwere na nkwa, n'ime ihe ndị
nke m na-añụrị ọñụ; e, ma
[b]amakwa m na Onye-nwe ga-
anapụta ụmụ m ndịkom site
n'aka Leban, ma kpọghachị-
kwara anyị ha n'ime ọzara a.
6 Ọ bụ ụdị okwu di otu a, ka
nna m, Lihaị, jiri na-akasi nne m,
Saraịa obi gbasara anyị, mgbe
anyị gawara njem n'ime ọzara
ahụ gbagọ n'obodo Jerusalem,
ịga weta akụkọ-ndekọta nke
ndị Juu.
7 Ma mgbe anyị laghachịrị
n'ụlọ ikwuu nna m, lee, ọñụ
ha zuru oke, akasikwara nne
m obi.
8 Ma o wee kwuo okwu na-asị:
Ugbua amaara m n'ezi-okwu
na Onye-nwe enyewo di m
[a]iwu ka ọ gbaba n'ime ọzara; e,
ma amakwa m n'ezi-okwu na
Onye-nwe echekwaworịị ụmụ
m, ma napụtakwa ha n'aka
Leban, ma nye kwa ha ike
nke ha ga-eji [b]mezuo ihe nke
Onye-nwe nyeworo ha n'iwu.
N'ụdị asụsụ dị otu a ka o
kwuru.
9 Ma o wee ruo na ha ñụrịrị
ọñụ nke ukwuu, ma chụọ kwa
[a]aja na onyinye nsuru ọkụ nye
Onye-nwe; Ha wee nye Chineke
nke Israel [b]ekele.
10 Ma mgbe ha nyeworo
Chineke nke Israel ekele, nna
m, Lihaị, weere akụkọ-ndekọta
nile bụ ndị a kanyere [a]n'epekele
bras nile ahụ wee gụọ ha site na
mmalite.
11 Ma o wee hụ na ihe dị n'ime
ha bụ [a]akwụkwọ ise nke Moses
dere, nke bụ nkọwasị banyere
okike nke ụwa, na kwa Adam
na Iv, ndị bụ nne na nna mbụ
nke anyị;
12 Na kwa [a]akụkọ-ndekọta
banyere ndị Juu, site na mbido
wee ruo na mmalite ọchịchị
nke Zedekaịa, bụ eze Juda;
13 Na kwa ibu-amụma nile nke
ndị-amụma dị nsọ, site na mbi-
do, wee ruo na mmalite ọchịchị
nke [a]Zedekaịa; na kwa ọtụtụ
ibu-amụma ndị nke ekwuworo
site n'ọnụ [b]Jeremaịa.
14 Ma o wee ruo na nna
m, Lihaị, chọpụtakwara n'elu
[a]epekele bras ahụ akụkọ-agbụrụ
nna ya ha; ya mere, ọ matara na
ya si na agbụrụ nke Josef: e, ọbụ-
na [b]Josef onye bụ nwa [c]Jekọb,
nke [d]erepụrụ n'ala Ijipt, na onye,
aka nke Onye-nwe [e]chekwara,
ka o wee nwe ike ichekwa nna
ya, Jekọb, na ezi na ụlọ ya, site
n'ịla n'iyi nke ụnwụ.

5*a* 1 Nif. 2:20; 18:8, 22–23. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*b* NGAN Okwukwe.
8*a* 1 Nif. 2:2.
*b* 1 Nif. 3:7.
9*a* Mosa. 2:3; 3 Nif. 9:19–20. NGAN Iwu nke Moses.
*b* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
10*a* 1 Nif. 4:24, 38; 13:23. NGAN Epekele Ọla Bras nile.
11*a* 1 Nif. 19:23. NGAN Pentatuk.
12*a* 1 Ihem. 9:1. NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
13*a* 2 Ndez. 24:18; Jer. 37:1.
*b* Ezra 1:1; Jer. 36:17–32; 1 Nif. 7:14; Hil. 8:20.
14*a* 1 Nif. 3:3, 12. NGAN Epekele Ọla Bras nile.
*b* 2 Nif. 3:4; Alma 10:3. NGAN Josef, Nwa-nwoke nke Jekọb.
*c* NGAN Jekọb, Nwa-nwoke nke Aịsak.
*d* Jen. 37:29–36.
*e* Jen. 45:4–5.

15 E [a]dupụtakwara ha site na
ndọkpụ n'agha na kwa site n'ala
Ijipt, site n'aka otu Chineke ahụ
chekwara ha.
16 Ma otu a ka nna m, Lihaị, si
chọpụta akụkọ-agbụrụ na ezi
na ụlọ ndị nna ya. Ma Leban bụ
kwa agbụrụ [a]Josef, ya mere, ya
na ndị nna ya debere akụkọ-
ndekọta ahụ.
17 Ma ugbua mgbe nna m hụrụ
ihe ndị a nile, o wee jupụta na
Mụọ, o wee malite ibu amụma
gbasara mkpụrụ-afọ nke ya—
18 Na epekele bras ndị a kwe-
sịrị ịgazụ mba nile, ebo nile,
asụsụ nile, na ndị mmadụ bụ
mkpụrụ-afọ nke ya.
19 Ya mere, ọ sịrị na epekele
bras ndị a [a]ekwesịghị imebi
emebi; ma ọbụghị kwa n'oge ga-
emechu ha ọzọ. Ma o bukwara
amụma ọtụtụ ihe gbasara
mkpụrụ-afọ nke ya.
20 Ma o wee ruo na ruo ugbua
mụ na nna m debeworo iwu-nsọ
nile nke Onye-nwe nyeworo
anyị.
21 Ma anyị enwetawo akụkọ-
ndekọta ahụ Onye-nwe nyere
anyị n'iwu, wee gụọ kwa ha,
chọpụta kwa na ha masịrị anyị;
e, ọbụna nke dị [a]oke-ọnụ-ahịa
nye anyị, nke mere ka anyị [b]nwe
ike ichekwa iwu-nsọ nile nke
Onye-nwe ka o rute ụmụ anyị.
22 Ya mere, o bụ amamihe
n'ime Onye-nwe ka anyị buru
ha, dịka anyị na-aga njem n'ime
ọzara, cheekwa iru n'ala e kwere
na nkwa.

## ISI 6

*Nifaị wee dee maka ihe nile nke Chineke—Ebum-n'obi Nifaị bụ ime ka ndị mmadụ kwere ma bịakwutekwa Chineke nke Abraham ka a zọpụta ha. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua mụ, Nifaị, anaghị ede
ihe gbasara akụkọ-agbụrụ nke
nna m ha [a]n'akụkọ-ndekọta m
nke a; ọ dịghịkwanụ mgbe ọzọ
m ga-ede ihe banyere ya n'elu
[b]epekele ndị a m na-ede; n'ihi
na edewo ya n'akụkọ-ndekọta
nke dị n'aka [c]nna m; ya mere,
anaghị m ede ya n'ọrụ m nke a.
2 N'ihi na o zuworo m ịsị na
anyị bụ agbụrụ nke [a]Josef.
3 Ma ọ dịghị m mkpa ịkpacha-
pụ anya n'ide nkọwasị nile
nke nna m n'uju n'ihi na agaghị
ede ha n'elu [a]epekele ndị a,
n'ihi na achọrọ m ohere nile
a, ka m nwe ike ide ihe nke
Chineke.
4 N'ihi na uju nke ebum-n'obi
m, bụ ka m nwe ike [a]mee ka ụmụ
mmadụ kwere, ma [b]bịakwute
kwa Chineke nke Abraham, na
Chineke nke Aịsak na Chineke
nke Jekọb, ka a zọpụta ha.
5 Ya mere, anaghị m ede ihe

15*a* Ọpụ. 13:17–18; Emọs 3:1–2; 1 Nif. 17:23–31; OznỌd. 103:16–18; 136:22.
16*a* 1 Nif. 6:2.
19*a* Alma 37:4–5.
21*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụkwọ-nsọ nile.
*b* 2 Nif. 25:26.
**6** 1*a* 2 Nif. 4:14–15.
*b* 1 Nif. 9:2.
*c* 1 Nif. 1:16–17; 19:1–6.
2*a* 1 Nif. 5:14–16.
3*a* Jekọb 7:27; Jarọm 1:2, 14; Omnai 1:30.
4*a* Jọn 20:30–31. Hụ ibe akwụkwọ aha Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* 2 Nif. 9:41, 45, 51.

ndị nke [a]na-atọ ụwa ụtọ, kama ihe na-atọ Chineke na kwa ndị na-abụghị nke ụwa.

6 Ya mere, m ga-enye mkpụrụ-afọ m iwu-nsọ, ka ha gharakwa ide ihe n'epekele ndị a, bụ ihe na-abụghị ihe ga-abara ụmụ nke mmadụ uru.

## ISI 7

*Ụmụ Lihaị ndị nwoke wee laghachị Jerusalem ma wee kpọọ Ịshmel na ezi na ụlọ ya oku ka ha soro ha na njem ha—Leman na ndị ọzọ wee nupu isi—Nifaị wee gbaa ụmụnne ya ume ka ha nwe okwukwe n'ime Onye-nwe—Ha kere ya agbụ wee tụọ atụmatụ mbibi ya—A zọpụtara ya site n'ike nke okwukwe—Ụmụnne ya wee rịọ mgbaghara—Lihaị na ndị otu ya chụrụ aja na onyinye nsure ọkụ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua achọrọ m ka unu nile mata, na mgbe nna m, Lihaị, [a]buchaworo amụma gbasara mkpụrụ-afọ ya, o wee ruo na Onye-nwe gwakwara ya okwu ọzọ sị na o kwesịghị na ya, Lihaị, na ọ ga-akpọrọ ezi na ụlọ ya gaa n'ime ọzara nanị ha; kama ụmụ ya ndị nwoke kwesịrị ịkpọrọ [b]ndịnyom dịka [c]nwunye, ka ha nwe ike zulitere Onye-nwe mkpụrụ-afọ n'ala ahụ e kwere na nkwa.

2 Ma o wee ruo na Onye-nwe nyere Lihaị [a]iwu sị ya na mụ, Nifaị, na ụmụnne m, kwesịrị ịlaghachị n'ala Jerusalem, wee kpọta Ịshmel na ndị ezi na ụlọ ya n'ime ọzara ahụ.

3 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, kpọkwara ụmụnne m [a]ọzọ laghachị n'ime ọzara igbagọ ruo Jerusalem.

4 Ma o wee ruo na anyị gbagoro ruo ụlọ Ịshmel, o wee bụrụ na anyị natara iru ọma n'anya Ịshmel, nke mere na anyị gwara ya okwu nile nke Onye-nwe.

5 Ma o wee ruo na Onye-nwe mere ka obi Ịshmel na kwa nke ezi na ụlọ ya dị nro, nke mere ka anyị na ha bilie njem gbada n'ime ọzara ahụ ruo n'ụlọikwuu nna anyị.

6 Ma o wee ruo ka anyị na-aga njem n'ime ọzara, lee, Leman na Lemuel, na ụmụada Ịshmel abụọ, na kwa [a]ụmụ nwoke Ịshmel abụọ na ezi na ụlọ ha, wee nupu isi imegide anyị; e, imegide mụ, Nifaị, na Sam, na nna ha, Ịshmel, na nwunye ya, na ụmụada ya atọ ndị ọzọ.

7 Ma o wee ruo n'ime nke nnupụ isi, ha chọsịrị ike ịlaghachị n'ala Jerusalem.

8 Ma ugbua, mụ, Nifaị, ebe [a]owutere m n'ihi imesi-ike nke obi ha, ya mere agwara m ha okwu sị, e, ọbụna gwa Leman na kwa Lemuel: lee unu bụ ụmụnne m ndị okenye, ma olee otu obi unu jiri sie ike otu a, wee kpuo kwa isi n'ime obi unu, na unu ga-achọ na mụ, bụ nwanne unu nke ntakịrị, ga-agwa unu okwu, e, ma bụụrụ unu ihe ịma-atu?

5*a* 1 Ndị-Tes. 2:4; OkwMọm. 1:4.
**7** 1*a* 1 Nif. 5:17–19.
*b* 1 Nif. 16:7.
*c* NGAN Luọ Alụlụ, Ọlụlụ Di na Nwunye.
2*a* 1 Nif. 16:7–8.
3*a* 1 Nif. 3:2–3.
6*a* 2 Nif. 4:10.
8*a* Alma 31:2; Moses 7:41.

9 O lee otu unu siri ghara ịña-ntị n'okwu nke Onye-nwe?

10 O lee otu unu siri [a]chefuo na unu ahụwo mụọ-ozi nke Onye-nwe?

11 E, ma olee otu unu siri chefuo oke ihe ndị nke Onye-nwe meworo anyị, site [a]n'ịnapụta anyị n'aka Leban, na kwa na anyị ga-enweta akụkọ-ndekọta ahụ?

12 E, olee otu unu siri chefuo na Onye-nwe nwere ike ime [a]ihe nile dịka ọchịchọ ya siri dị, maka ụmụ nke mmadụ, ma ọbụrụ na ha nwere [b]okwukwe na ya? Ya mere, ka anyị nwe okwukwe n'ebe ọ nọ.

13 Ma ọbụrụ na anyị nwere okwukwe n'ebe ọ nọ, anyị ga-enweta [a]ala ahụ e kwere na nkwa; ma unu ga-amata n'ọdịnịrụ na okwu Onye-nwe ga-emezu gbasara [b]mbibi nke Jerusalem; n'ihi na ihe nile Onye-nwe kwuworo gbasara mbibi nke Jerusalem ga-emezuriri.

14 Ma lee, Mụọ nke Onye-nwe ga-akwụsị ịnọnyere ha n'oge na-adịghị anya; n'ihi na lee, ha [a]ajụwo ndị-amụma, ma [b]Jeremaịa ka ha tụbaworo n'ụlọ mkpọrọ. Ma ha achọwo kwa iwepụ [c]ndụ nke nna m, nke mere na ha achụpụwo ya n'ala ahụ.

15 Ugbua lee, asị m unu na ọbụrụ na unu ga-alaghachị Jerusalem, unu ga-esokwa ha laa n'iyi. Ma ugbua, ebe unu nwere nhọrọ, gbagonụ n'ala ahụ, ma chetanụ okwu nke m na-agwa unu, na ọbụrụ na unu agaa, unu ga-alakwa n'iyi; n'ihi na otu a ka Mụọ nke Onye-nwe kwalitere m ka m kwuo.

16 Ma o wee ruo na mgbe mụ, Nifaị gwaworo ụmụnne m okwu ndị a, ha wesoro m iwe. Ma o wee ruo na ha jidere m, ma lee, oke iwe were ha, ha wee [a]kee m agbụ, n'ihi na ha chọrọ iwepụ ndụ m, ka ha wee hapụ m n'ime ọzara ahụ ka anụ ọhịa rie anụ m.

17 Ma na o wee ruo na e kpere m ekpere nye Onye-nwe, na-asị: O Onye-nwe, dịka okwukwe nke m nwere n'ebe ị nọ, biko napụta m n'aka ụmụnne m; e, ọbụna inye m ume ka m wee [a]dọbisịa agbụ ndị a e jiri kee m.

18 Ma o wee ruo na mgbe m kwuworo okwu ndị a, lee, agbụ ndị a e kere m n'aka na ụkwụ, tọpụsịrị ma m wee guzoro n'iru ụmụnne m, ma gwakwa ha okwu ọzọ.

19 Ma o wee ruo na ha wekwaara m iwe ọzọ, ha wee chọọ kwa ijide m; ma lee, otu n'ime [a]ụmụada Ịshmel, e, na kwa nne ya, na otu nwa nwoke Ịshmel, rịọrọ ụmụnne m, nke mere ka obi ha dị nro; ha wee kwụsịkwa mbọ ha na-agba iwepụ ndụ m.

20 Ma o wee ruo na o wutere ha, n'ihi ajọọ-omume ha, nke mere na ha kpọrọ isi ala nye m,

10*a* Deut. 4:9; 1 Nif. 3:29; 4:3.
11*a* 1 Nif. 4.
12*a* 1 Nif. 17:50; Alma 26:12.
*b* 1 Nif. 3:7; 15:11.
13*a* 1 Nif. 2:20. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*b* 2 Ndez. 25:1–21; 2 Nif. 6:8; 25:10; Omnai 1:15; Hil. 8:20–21.
14*a* Ezik. 5:6; 1 Nif. 1:18–20; 2:13. NGAN Nnupụ-isi.
*b* Jer. 37:15–21.
*c* 1 Nif. 2:1.
16*a* 1 Nif. 18:11–15.
17*a* Alma 14:26–28.
19*a* 1 Nif. 16:7.

ma rịo kwa m ka m gbaghara
ha ihe ha meworo megide m.
21 Ma o wee ruo na n'ezi-
okwu, ejiri m obi m nile [a]gba-
ghara ha ihe nile ha meworo,
ma m wee gbaa ha ume ka ha
kpee ekpere rịọ Onye-nwe bụ
Chineke ha mgbaghara. Ma o
wee ruo na ha mere otu ahụ. Ma
mgbe ha kpesịworo ekpere rịo
Onye-nwe, anyị wee malitekwa
njem anyị ọzọ chee iru ebe ụlọ-
ịkwuu nna anyị dị.
22 Ma o wee ruo na anyị bịa-
ruru ụlọ-ịkwuu nna anyị. Ma
mgbe mụ na ụmụnne m na ezi
na ụlọ Ịshmel bịaruworo n'ụlọ-
ịkwuu nke nna m, ha wee nye
Onye-nwe bụ Chineke ha [a]ekele;
wee [b]chụọ aja na onyinye nsure
ọkụ nye ya.

---

## ISI 8

*Lihaị hụrụ ọ́hụ̀ nke osisi nke ndụ — O wee rachaa mkpụrụ ya wee chọọkwa ka ndị ezi na ụlọ ya mee otu aka ahụ — Ọ hụrụ okporo igwe, ụzọ di wara-wara ma dị kwa mkpafa, na igirigị ọchịchịrị nke kpuchiri ndị mmadụ — Saraịa, Nifaị, na Sam wee rachaa mkpụrụ-osisi ahụ, ma Leman na Lemuel jụrụ ajụ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na anyị kpokọtara
ụdị mkpụrụ-osisi dị iche iche
n'ụdị ọbụla, na mkpụrụ-akụkụ
ubi n'ụdị ọbụla, ma kwa
mkpụrụ-akụkụ nile nke mkpụ-
rụ-osisi ndị ọzọ n'ụdị ọbụla.
2 Ma o wee ruo n'oge a nna m
nọ n'ime ọzara, ọ gwara anyị
okwu na-asị: Lee, [a]arọwo m nrọ;
ma-ọbụ asụgharịa ya, ahụwo m
[b]ọ́hụ̀.
3 Ma lee, n'ihi ihe nke m hụrụ,
ekwesịrị m ịñụrị ọñụ n'ime
Onye-nwe n'ihi [a]Nifaị na kwa
Sam; N'ihi na o kwesịrị ka m
buru n'obi na ha, na kwa ọtụtụ
mkpụrụ-afọ ha, ka a ga-azọpụta.
4 Ma lee, [a]Leman na Lemuel,
egwụ na-atụsi m ike maka unu;
n'ihi na lee, ọ dị m ka m hụrụ
na nrọ m, ọchịchịrị na ọzara
dị egwụ.
5 Ma o wee ruo na ahụrụ m otu
nwoke, ma o yi [a]uwe nwụda
ọcha; o wee bịa guzoro n'iru m.
6 Ma o wee ruo na ọ gwara m
okwu, wee sị m soro ya.
7 Ma o wee ruo na mgbe m
na-eso ya, m wee hụ onwe m ka
m nọ n'ọchịchịrị n'ala tọgbọrọ
n'efu ma dị kwa egwụ.
8 Ma mgbe m jegharịworo
ọtụtụ oge n'ime ọchịchịrị ahụ,
m wee malite ikpere Onye-nwe
ka o meere m [a]ebere, dịka ịba
ụba nke ebere Ya nile siri dị.
9 Ma o wee ruo mgbe m kpesị-
woro ekpere nye Onye-nwe, m
wee hụ nnukwu obosara [a]ala.
10 Ma o wee ruo na m hụrụ
[a]osisi, nke [b]mkpụrụ ya dị mmasị
ime mmadụ obi ụtọ.

---

21*a* NGAN Gbaghara.
22*a* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
*b* 1 Nif. 5:9.
**8** 2*a* NGAN Nrọ; Mkpughe.
*b* 1 Nif. 10:17.
NGAN Ọ́hụ̀.
3*a* 1 Nif. 8:14–18.
4*a* 1 Nif. 8:35–36.
5*a* A—JS 1:30–32.
8*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
9*a* Mat. 13:38.
10*a* Jen. 2:9; Mkpu. 2:7; 22:2; 1 Nif. 11:4, 8–25. NGAN Osisi nke Ndụ.
*b* Alma 32:41–43.

11 Ma o wee ruo na m garuru rachaa [a]mkpụrụ si na ya; m wee hụ na ọ dị ụtọ nke ukwuu, karịa ndị nile m rachatụworo mbụ. E, m wee hụ na mkpụrụ osisi ahụ dị ọcha, karịa [b]ọcha nile m hụtụworo.

12 Ma mgbe m na-aracha mkpụrụ-osisi a, o mejupụtara mụọ m n'oke [a]ọñụ karịrị akarị; ya mere, a malitere m [b]ịchọsike na ezi na ụlọ m ga-eso kwa rachaa ya, n'ihi na a matara m na ọ [c]dị mmasị karịa mkpụrụ-osisi ndị ọzọ.

13 Ma mgbe m lere anya gburu-gburu, na eleghị-anya, m nwere ike chọta ezi na ụlọ m kwa, m wee hụ [a]osimiri nke mmiri; ma ọ na-ekwo ekwo, ma ọ dị kwa nso n'osisi nke a m nọ na-aracha mkpụrụ ya.

14 M wee lee ka m hụ ebe o si n'ekwopụta, m wee hụ isi ya, agamitụ ntakịrị: ma n'isi ya ebe ahụ ahụrụ m nne gị, Saraịa, na Sam, na Nifaị; ma ha guzokwara dịka ha amaghị ebe ha ga-eje.

15 Ma o wee ruo na m feere ha aka; ma etịkwara m mkpu sị ha bịakwute m, bịa ma rachaa mkpụrụ osisi ahụ, nke dị mmasị karịa mkpụrụ osisi ndị ọzọ.

16 Ma o wee ruo na ha bịakwutere m wee rachaa mkpụrụ osisi ahụ.

17 Ma o wee ruo na achọsịrị m ike na Leman na Lemuel ga-abịa soro rachaa kwa mkpụrụ osisi ahụ; ya mere, elepụrụ m anya n'ebe isi osimiri ahụ dị, na eleghị anya enwere m ike ịhu ha.

18 Ma o wee ruo na m hụrụ ha, ma ha ekweghị [a]ịbịakwute m ịracha mkpụrụ-osisi ahụ.

19 Ma ahụrụ m [a]okporo igwe, ma ọ gbatịrị n'akụkụ osimiri ahụ, wee ruo n'osisi ahụ m guzoro n'akụkụ ya.

20 Ma ahụkwara m [a]ụzọ di wara-wara ma dị kwa mkpafa nke soro okporo igwe ahụ bịa, wee ruo n'osisi ahụ m guzoro n'akụkụ ya; ma o wee gabiga kwa isi mmiri ahụ, wee chee iru na nnukwu obosara [b]ala, nke dị kwa ka a ga-asị na ọ bụ ụwa.

21 Ma ahụrụ m igwe mmadụ anapụghị ịgụta ọnụ, nke ọtụtụ n'ime ha na-enufe na-aga n'iru, ka ha wee nweta [a]ụzọ mkpafa ahụ gara n'ebe osisi ahụ m guzoro n'akụkụ ya dị.

22 Ma o wee ruo na ha gakwara n'iru, wee malite ịga n'ime ụzọ mkpafa nke gara n'osisi ahụ.

23 Ma o wee ruo na [a]igirigị ọchịchịrị gbachirị; e, ọbụna nnukwu igirigị ọchịchịrị, nke mere na ndị ahụ malitere gawa n'ụzọ mkpafa ahụ furu ụzọ, na ha site kwara ebe ọzọ wee kpafuo ma gafuo.

24 Ma o wee ruo na a hụrụ m ndị ọzọ ka ha na-enufe na-aga n'iru, ma ha bịaruru wee jide isi okporo igwe ahụ, ma ha na-enukwa na-aga n'iru site n'igirigị

11*a* Alma 5:34.
*b* 1 Nif. 11:8.
12*a* ngan Ọñụ.
*b* Alma 36:24.
*c* 1 Nif. 15:36.
13*a* 1 Nif. 12:16–18; 15:26–29.
18*a* 2 Nif. 5:20–25.
19*a* Abụọma 2:9; Mkpu. 12:5; najs, Mkpu. 19:15; 1 Nif. 8:30; 11:25; 15:23–24.
20*a* Mat. 7:14; 2 Nif. 31:17–20.
*b* Mat. 13:38.
21*a* ngan Ụzọ.
23*a* 1 Nif. 12:17; 15:24.

ọchịchịrị ahụ, jidesiekwa okporo igwe ahụ ike, ọbụna wee ruo mgbe ha pụtara wee rachaa [a]mkpụrụ osisi ahụ.
25 Ma mgbe ha rachaworo mkpụrụ osisi ahụ ha wee legharịa anya dịka aga-asị na [a]ihere mere ha.
26 Ma m wee legharịa kwa anya wee hụ, n'ofe osimiri nke mmiri ahụ, [a]nnukwu na obosara ụlọ; ma o guzokwara dịka ọ dị n'ikụkụ, n'ebe dị elu karịa ala.
27 Ma o jupụtakwara na mmadụ, ma ndị okenye ma ụmụntakịrị, ma ndị nwoke ma ndị nwanyị; ma uwe ha mara mma nke ukwuu; ma ha nọ kwa [a]n'ụdị ịkwa emu ma na-atụ kwa ndị bịaruworo osisi ahụ ma na-aracha mkpụrụ ya aka.
28 Ma mgbe ha [a]rachaworo mkpụrụ osisi ahụ [b]ihere mere ha, n'ihi ndị ahụ na-akparị na-akwa kwa ha emu; [c]ha wee daba n'ụzọ mkpafa nke asị esọla, wee fuo.
29 Ma ugbua mụ, Nifaị, anaghị ekwupụta [a]okwu nile nke nna m kwuru.
30 Mana, n'igbu ihe odide m na mkpirisi, lee, ọ hụrụ igwe mmadụ ọzọ na-enufe na-aga n'iru; ma ha bịara wee jisie isi [a]okporo igwe ahụ ike; ma ha nukwara ka ha na-aga n'iru, ma oge nile ha na-ejidesịkwa okporo igwe ahụ ike, wee ruo mgbe ha bịaruru wee daa n'ala ma rachaa mkpụrụ osisi ahụ.
31 Ma o wee hụkwa [a]igwe mmadụ ndị ọzọ na-achọgharị kwa ụzọ ịgarụ nnukwu na obosara ụlọ ahụ.
32 Ma o wee ruo na otutụ mmadụ rugburu n'ime [a]isi miri ahụ dị omimi; ma ọtụtụ fukwara site n'anya ya, na-akpagharị n'ụzọ ha na-amaghị.
33 Ma ọtụtụ ka igwe mmadụ ahụ dị bụ ndị bara n'ime ụlọ ahụ ha na-amaghị. Ma mgbe ha bara n'ime ụlọ ahụ ha tụrụ m aka n'ọnọdụ [a]ịkwa emu, na kwa ndị ahụ na-aracha mkpụrụ osisi ahụ; ma anyị añaghị ha ntị.
34 Ndị a bụ okwu nke nna m: N'ihi na ka ha ra bụ ndị [a]ñara ha ntị, ha nile adapụwọrịị.
35 Ma [a]Leman na Lemuel arachaghị mkpụrụ osisi ahụ, otu a ka nna m kwuru.
36 Ma o wee ruo mgbe nna m kwuworo okwu nile nke nrọ ma-ọbụ ọ́hụ̀ ya, nke dị ọtụtụ, o wee sị anyị, n'ihi ihe ndị a ọ hụrụ n'ọ́hụ̀, egwụ na-atụ ya nke ukwuu maka Leman na Lemuel; e, egwụ tụrụ ya na aga achụpụ ha site n'ebe Onye-nwe nọ.
37 Ma ọ gwasịkwara ha ike dịka [a]nna nwere ịhun'anya, ka ha gee ntị n'okwu ya, na eleghị anya, Onye-nwe ga-emere ha

24*a* 1 Nif. 8:10–12.
25*a* Ndi Rom 1:16; 2 Tim. 1:8; Alma 46:21; Mọm 8:38.
26*a* 1 Nif. 11:35–36; 12:18.
27*a* ngan Mpako.
28*a* 2 Pita 2:19–22.
*b* Mak. 4:14–20; 8:38; Luk 8:11–15; Jọn 12:42–43.
*c* ngan Ngọnarị Okwukwe.
29*a* 1 Nif. 1:16–17.
30*a* 1 Nif. 15:23–24.
31*a* Mat. 7:13.
32*a* 1 Nif. 15:26–29.
33*a* ngan Inye Nsogbu, Mkpagbu.
34*a* Ọpụ. 23:2.
35*a* 1 Nif. 8:17–18; 2 Nif. 5:19–24.
37*a* ngan Ezi na Ụlọ; Ndị Nne na Nna.

ebere, ghara ịchụpụ ha; e, nna
m kwusaara ha ozi-ọma.
38 Ma mgbe ọ gwachara ha ozi-
ọma, ma buokwara ha amụma
gbasara ọtụtụ ihe, o wee gwa
ha ka ha na-edebe iwu-nsọ nile
nke Onye-nwe; ma ọ kwụsịrị
ịgwa ha okwu.

## ISI 9

*Nifaị wee dee ụzọ akụkọ-ndekọta abụọ—Nke ọbụla n'ime ha ka a na-akpọ epekele nke Nifaị—Ndị nnukwu epekele ka e dere akụkọ ihe nke ụwa; ndị ntakịrị bụ ebe e dere akụkọ ihe ndị dị nsọ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ihe nile ndị a ka nna m hụrụ,
ma nụkwa, ma kwuo kwa, oge
obi n'ime ụlọ-ịkwuu dị na [a]nda-
gwụrụgwụ nke Lemuel, na kwa
ọtụtụ nnukwu ihe ndị ọzọ, ndị
ana-enweghị ike idepụta n'elu
epekele ndị a.
2 Ma ugbua, dịka m kwuworo
gbasara epekele ndị a, lee ha
abụghị epekele ahụ nke m de-
pụtara nkọwasị ndị m n'ujụ ya;
n'ihi na [a]epekele ndị nke m de-
woro nkọwasị ndị m n'ujụ ka m
nyere aha nke Nifaị; ya mere, a
na-akpọ ya epekele nke Nifaị,
bụ aha mụ onwe m; ma epekele
ndị a kwa ka ana-akpọ epekele
nke Nifaị.
3 Otu o sila dị, enwetawo m
iwu-nsọ nke Onye-nwe na m
kwesịrị ime epekele ndị a, n'ihi
[a]mkpa dị iche ọ dị na e kwesịrị
ịkanye nkọwasị gbasara [b]ije-ozi
ọma ndị m.
4 N'elu epekele ndị nke ọzọ
bụ ndị nke nnukwu ka a ga
akanye nkọwasị nke ọchịchị
ndị eze, na kwa agha nile, na
ndọrọ-ndọrọ nile dị n'etiti ndị
m; ya mere ihe e dere n'epekele
ndị a kara bụrụ ihe gbasara ije-
ozi ahụ; ma [a]epekele ndị ọzọ
kara bụrụ ihe gbasara ọchịchị
ndị eze na agha nile a lụrụ na
esem-okwu dị n'etiti ndị m.
5 Ya mere, Onye-nwe enyewo
m iwu ka m dee epekele ndị a
maka [a]ihe nke ya onwe-ya ma,
nke mụ onwe m na-amaghị.
6 Ma Onye-nwe [a]maara ihe
nile site na mmalite; ya mere,
ọ na-edozi ụzọ ọ ga-esị mezuo
ọlụ ya nile n'etiti ụmụ nke
mmadụ; ma lee, o nwere [b]ike
nile imezu okwu ya. Ma otu a
ka ọ dị. Amen.

## ISI 10

*Lihaị wee buo-amụma na ndị Babịlọn ga-adọkpụrụ ndị Juu n'agha—O wee kwuo maka ọbịbịa n'etiti ndị Juu nke Mesaịa, Onye-nzọpụta, Onye-mgbapụta—Lihaị wee kwuo kwa maka ọbịbịa nke otu onye ga-eme Nwa-atụrụ Chineke baptism—Lihaị wee kwuo maka ọnwụ na mbilite n'ọnwụ nke*

**9** 1*a* 1 Nif. 2:4–6, 8, 14–15; 16:6.
2*a* 1 Nif. 19:2, 4; Jekọb 3:13–14; OkwMọm. 1:2–11; OznỌd. 10:38–40. NGAN Ekpele nile.
3*a* OznỌd. 3:19.
*b* 1 Nif. 6:3.
4*a* Jekọb 1:2–4; OkwMọm. 1:10.
5*a* 1 Nif. 19:3; OkwMọm. 1:7; Alma 37:2, 12, 14.
6*a* 2 Nif. 9:20; OznỌd. 38:2; Moses 1:6, 35. NGAN Onye Pụrụ Ịma Ihe nile.
*b* Mat. 28:18.

*Mesaịa — O jiri mkposasị na mkpọkọta nke ụmụ Israel tụnyere osisi olive — Nifaị wee kwuo maka Ọkpara nke Chineke, onyinye nke Mụọ Nsọ, ya na mkpa ọ dị ime ezi-omume. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua mụ, Nifaị, na-aga
n'iru inye nkọwasị ihe m me-
woro n'elu [a]epekele ndị a, na
ọchịchị na ije-ozi m; ya mere,
n'ịga n'iru na nkọwasị m, m ga-
ekwubiri ntakịrị okwu gbasara
ihe nile nke nna m, na kwa nke
ụmụnne m.
2 Ma lee, o wee ruo ka nna m
kwusịrị okwu gbasara [a]nrọ ya,
na kwa ịgba ha ume ka ha lụsie
ọlụ ike, ọ gwara ha okwu
gbasara ndị Juu —
3 Ma mgbe ebibisịworo ha,
ọbụna obodo-ukwu ahụ bụ
[a]Jerusalem, ma [b]dọkpụrụ kwa
ọtụtụ ha n'agha wee gaa
[c]Babịlọn, dịka oge Onye-nwe siri
dị, ha ga [d]alaghachị kwa ọzọ,
e, ọbụna ịkpọghachị ha azụ site
na ndọkpụ n'agha; ma mgbe a
ga-akpọghachị ha azụ site ndọ-
kpụ n'agha, ha ga-enwetakwa
ala nke nketa ha.
4 E, ọbụna [a]narị afọ isii site na
mgbe nna m hapụrụ Jerusalem,
[b]onye-amụma ka Onye-nwe
Chineke ga-ewelite n'etiti ndị
Juu — ọbụna [c]Mesaịa, ma-ọbụ,
n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, Onye-
nzọpụta nke ụwa.
5 Ma o kwukwara okwu gbasa-
ra ndị-amụma, lee ka ọtụtụ
mmadụ [a]gbaworo ama maka ihe
ndị a, gbasara Mesaịa bụ onye
nke o kwuworo maka ya, ma-
ọbụ Onye-mgbapụta nke ụwa.
6 Ya mere, mmadụ nile [a]furu
efu ma nọrọ n'ọnọdụ ndị dara
ada, ma ga-anọgide n'ọnọdu
a ma ọbụghị ma ha dabere
n'Onye-mgbapụta a.
7 Ma o kwukwara okwu
gbasara [a]onye-amụma ga-ebu
Mesaịa ụzọ bịa, idozi ụzọ nke
Onye-nwe —
8 E, ọbụna ọ ga-agakwa tie
mkpu n'ọzara: [a]Dozienu ụzọ
nke Onye-nwe, meekwanụ ka
ụzọ ya gụzozie; n'ihi na o nwere
onye guzoro n'etiti unu onye
unu na-amataghị; ma ọ dịkwa
ukwuu karịa m, onye nke m na-
etorughị ịtọpụ eriri akpụkpọ-
ụkwụ ya. Ma ọtụtụ okwu ka nna
m kwuru gbasara ihe nke a.
9 Ma nna m siri na ọ ga-eme
baptism na [a]Betabara, n'ofe
Jọdan; ma o kwukwara na ọ ga-
eji mmiri [b]mee baptism, ọbụna
na ọ ga-eji mmiri mee Mesaịa
ahụ baptism.

**10** 1*a* 1 Nif. 9:1–5; 19:1–6; Jekọb 1:1–4.
2*a* 1 Nif. 8.
3*a* Esta 2:6; 2 Nif. 6:8; Hil. 8:20–21.
*b* 2 Nif. 25:10. NGAN Usoro Oge na Ebe nile na Ihe-omume nile—n'afọ 587 tutu amụọ Kraịst.
*c* Ezik. 24:2; 1 Nif. 1:13; Omnai 1:15.
*d* Jer. 29:10; 2 Nif. 6:8–9.
4*a* 1 Nif. 19:8; 2 Nif. 25:19; 3 Nif. 1:1.
*b* 1 Nif. 22:20–21.
*c* NGAN Mesaia.
5*a* Jekọb 7:11; Mosa. 13:33; Hil. 8:19–24; 3 Nif. 20:23–24.
6*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
7*a* 1 Nif. 11:27; 2 Nif. 31:4.
8*a* Aisa. 40:3; Mat. 3:1–3.
9*a* Jọn 1:28.
*b* NGAN Jọn O Me Baptism.

10 Ma mgbe o jiworo mmiri mee Mesaịa ahụ baptism, ọ ga-ahụ na gbaa-ama na ya emewo [a]Nwa-atụrụ nke Chineke baptism, bụ onye ga-ebupụ mmehie nile nke ụwa.

11 Ma o wee ruo mgbe nna m kwusịworo okwu ndị a o wee gwa ụmụnne m okwu gbasara ozi-ọma nke aga-agbasa n'etiti ndị Juu, na kwa gbasara [a]ịla-azụ [b]n'ekweghị ekwe nke ndị Juu. Ma mgbe ha [c]gbuworo Mesaịa ahụ, nke ga-abịa, na mgbe egbuworo ya, ọ [d]ga-esị kwa na ndị nwụrụ anwụ bilie, ma gosị kwa onwe ya, site na [e]Mụọ Nsọ, nye ndị Jentaịlụ.

12 E, ọbụna nna m kwuru ọtụtụ okwu gbasara ndị Jentaịlụ ahụ, na kwa gbasara ụlọ nke Israel, na a ga-eji ha tụnyere [a]osisi olive, nke aga-agbajipụ ngalaba ya wee [b]fesasịa ya n'elu iru nile nke ụwa.

13 Ya mere, ọ sịrị na ọ ga-adị mkpa na a ga-eji otu obi duba anyị [a]n'ala e kwere na nkwa, wee ruo mgbe a ga-emezu okwu nke Onye-nwe, na anyị ga-agbasasị n'elu iru nile nke ụwa.

14 Ma mgbe ekposasịrị ụlọ nke Israel a [a]ga-ekpokọta kwa ha ọzọ; ma-ọbụ, na mkpirisi, mgbe ndị [b]Jentaịlụ nabataworo uju nke ozi-ọma ahụ, ndị bụ ngalaba [c]osisi olive ahụ n'ezie, ma-ọbụ ụfọdụ nke ụlọ nke Israel, ka a ga-akpọbata kwa, ma-ọbụ bịa na mmata nke ezi Mesaịa ahụ, Onye-nwe ha na Onye-mgbapụta ha.

15 Ma n'ụdị asụsụ dị otu a ka nna m jiri buo-amụma ma gwa kwa ụmụnne m okwu, na kwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ ndị m na-agaghị ede n'akwụkwọ a; n'ihi na edewo m ụfọdụ n'ime ha m chere dị mkpa ka m dee [a]n'akwụkwọ m nke ọzọ.

16 Ma ihe nile ndị a, m kwuru maka ha, bụ ndị e mere n'oge nna m bi n'ụlọ-ikwuu, nke dị na ndagwụrụgwụ Lemuel.

17 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, ka m nụworo [a]okwu nile nke nna m, gbasara ihe ndị ọ hụrụ [b]n'ọ́hù̩, na kwa ihe ndị o kwuru site n'ike nke Mụọ Nsọ, bụ ike nke o nwetara site n'okwukwe o nwere n'Ọkpara nke Chineke—ma Ọkpara nke Chineke bụ [c]Mesaịa ahụ nke ga-abịa—Mụ, Nifaị, chọsịkwara ike ka m hụ, ma nụ, ma mata gbasara ihe ndị a, site n'ike nke Mụọ Nsọ, nke bụ

10*a* NGAN Nwa-atụrụ nke Chineke.
11*a* Jekọb 4:14–18.
*b* Mọm 5:14.
*c* NGAN Jisus Kraịst; Mkpọgide n'Obe.
*d* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*e* NGAN Mụọ Nsọ.
12*a* Jen. 49:22–26; 1 Nif. 15:12; 2 Nif. 3:4–5; Jekọb 5; 6:1–7. NGAN Osisi Olive; Ubi Vine nke Onye-nwe.
*b* 1 Nif. 22:3–8. NGAN Israel—Mkposasị nke Israel.
13*a* 1 Nif. 2:20. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
14*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*b* 1 Nif. 13:42; OznỌd. 14:10.
*c* Jekọb 5:8, 52, 54, 60, 68.
15*a* 1 Nif. 1:16–17.
17*a* Inọs 1:3; Alma 36:17.
*b* 1 Nif. 8:2.
*c* NGAN Mesaia.

[d]onyinye Chineke nye ndị nile
[e]na-achọsị ya ike, ma [f]mgbe
ochie ma kwa mgbe ọ ga-egosị-
pụta onwe ya n'iru ụmụ nke
mmadụ.
18 N'ihi na ọ [a]dị otu a, ụnyahụ,
taa, na ruo mgbe nile; ma e
doziworo mmadụ nile ụzọ site
na ntọ-ala nke ụwa, ma ọbụrụ
na ha ga-echegharị wee bịa-
kwute ya.
19 N'ihi na onye ọbụla nke
chọsịrị ike ga-achọta; na [a]ihe
omimi nile nke Chineke ka a ga-
ekpughere ha, site n'ike nke
[b]Mụọ Nsọ, dịka ọ dị ugbua ka ọ
dị kwa na mgbe ochie, ma otu
ọ dị mgbe ochie ka ọ ga-adị
kwa n'oge na-abịa abịa; ya mere,
[c]ụzọ nke Onye-nwe na-adị otu
gburugburu ebighi-ebi.
20 Ya mere, cheta, O mmadụ,
na n'ihe nile ị na-eme ka a ga-eji
kpe gị [a]ikpe.
21 Ya mere, ọbụrụ na unu
chọrọ ime ihe ọjọọ n'ụbọchị nile
nke [a]mnwale unu, mgbe ahụ a
ga-achọpụta na unu [b]ruru inyi
n'iru oche-ikpe nke Chineke;
ma ọ dịghị ihe ọbụla ruru inyi
nwere ike ibinyere Chineke;
ya mere, a ga-achụpụ unu ruo
mgbe nile.
22 Ma Mụọ Nsọ na-enye m
ike ka m kwuo ihe ndị a, ghara
ịgọnarị ha.

## ISI 11

*Nifaị wee hụ Mụọ nke Onye-nwe ma e gosirị ya n'ọ́hụ̀ osisi nke ndụ́—O wee hụ nne nke Ọkpara Chineke ma mata ihe gbasara iwè-data onwe ala nke Chineke—Ọ wee hụ baptism, ije-ozi, na mkpọgide n'obe nke Nwa-atụrụ Chineke—O wee hụkwa ọkpụkpọ na ije-ozi nke Ndị-ozi Iri na Abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

N'IHI na o wee ruo mgbe m
chọsịworo ike ịmata ihe ndị
nke nna m hụworo na ebe m
kwere na Onye-nwe nwere ike
ime ka m mata ha, ka m nọdụrụ
ala [a]na-atụgharị uche n'ime obi
m Mụọ nke Onye-nwe wee
[b]buru m pụọ, e, n'elu [c]ugwu dị
oke elu, nke m na-ahụtụbeghị
mbụ, na nke m na-azọtubeghị
ụkwụ n'elu ya mbụ.
2 Ma Mụọ ahụ sịrị m: Lee, gịnị
ka ị chọrọ?
3 M wee sị: A chọrọ m ka m hụ
ihe ndị ahụ nna m [a]hụrụ.
4 Ma Mụọ ahụ wee sị m: I
kwere na nna gị hụrụ [a]osisi ahụ
nke o kwuworo maka ya?
5 Ma a siri m: E, ị matara na [a]m
kwere okwu nile nke nna m.
6 Ma mgbe m kwuworo okwu
ndị a, Mụọ ahụ wee tisie mkpu

17*d* NGAN Mụọ Nsọ.
*e* Moro. 10:4–5, 7, 19.
*f* OznỌd. 20:26.
18*a* Ndị-Hib 13:8; Mọm 9:9; OznỌd. 20:12. NGAN Chineke, Chi-ukwu.
19*a* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* Alma 7:20; OznỌd. 3:2; 35:1.
20*a* Ekl. 12:14; 2 Nif. 9:46. NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
21*a* Alma 34:32–35.
*b* 1 Ndị-Kọ 6:9–10; 3 Nif. 27:19; OznỌd. 76:50–62; Moses 6:57.
**11** 1*a* OznỌd. 76:19. NGAN Ntụgharị Uche.
*b* 2 Ndị-Kọ 12:1–4; Mkpu. 21:10; 2 Nif. 4:25; Moses 1:1.
*c* Deut. 10:1; Ita 3:1.
3*a* 1 Nif. 8:2–34.
4*a* 1 Nif. 8:10–12; 15:21–22.
5*a* 1 Nif. 2:16.

ike, na-asị: Hosana dịrị Onye-
nwe, Chineke nke kachasị elu;
n'ihi na ọ bụ Chineke nke [a]ụwa
nile, e, ọbụna karịa ihe nile. Ma
ngọzi na-adịrị gị, Nifaị, n'ihi na
i [b]kwere n'Ọkpara nke Chineke
kachasị elu; ya mere, ị ga-ahụ
ihe ndị a ị chọworo.
7 Ma lee ihe a ka a ga-enye gị
[a]n'ihe ịrịba ama, na mgbe ị hụ-
woro osisi ahụ nke mịrị mkpụrụ
nke nna gị dere ọnụ, ị ga-ahụ-
kwa nwoke si n'elu-igwe na-
arịdata, ma-ọbụ ya ka ị ga-
agbara aka ebe; ma mgbe ị hụsị-
woro ya, ị [b]ga-agba aka ebe na ọ
bụ Ọkpara nke Chineke.
8 Ma o wee ruo na Mụọ ahụ
sịrị m: Lee! Ma e lere m wee hụ
otu osisi, ma ọ dị ka [a]osisi ahụ
nke nna m hụworo; ịma mma ya
dị ukwuu karịa, e, karịa mma
nile; ma ọcha ya karịrị [b]ọcha
nke snoo nke na-efesasị.
9 Ma o wee ruo mgbe m hụwo-
ro osisi ahụ, m wee sị Mụọ ahụ:
A hụrụ m na ị gosịwo m osisi
ahụ nke dị [a]oke-ọnụ-ahịa karịa
ihe nile.
10 Ma ọ siri m: Gịnị ka ị chọrọ?
11 Ma a siri m ya: Ka m ghọta
ihe ihe ndị a [a]pụtara—n'ihi na
a gwara m ya okwu dịka mma-
dụ si ekwu okwu; maka na a
hụrụ m na ọ dị [b]n'ụdị mmadụ;
ma otu o sila dị, a matara m na
ọ bụ Mụọ nke Onye-nwe; ma ọ
gwara m okwu dịka mmadụ si
agwa ibe ya.
12 Ma o wee ruo na ọ siri m:
Lee! Ma e lere m dịka m na-ele
kwasị ya anya, ma a hụghị m ya;
n'ihi na o siwo n'ebe m nọ pụọ.
13 Ma o wee ruo na m lere wee
hụ nnukwu obodo-ukwu nke
Jerusalem, na kwa obodo-ukwu
ndị ọzọ. Ma a hụrụ m obodo-
ukwu Nazaret, ma n'ime obodo-
ukwu [a]Nazaret a hụrụ m [b]nwa
agbọghọ na-amaghị nwoke, ma
ọ mara mma karịa dị kwa ọcha.
14 Ma o wee ruo na a hụrụ m
[a]elu-igwe nile ka o meghere;
ma otu mụọ-ozi wee rịdata ma
gụzọro n'iru m; ma o wee sị m:
Nifaị, gịnị ka ị hụworo?
15 Ma a siri m ya: Nwa agbọ-
ghọ na-amaghị nwoke, mara oke
mma ma dị ọcha karịa ụmụ
agbọghọ na-amaghị nwoke ndị
ọzọ.
16 Ma ọ siri m: I matara iwe-
data onwe ala nke Chineke?
17 Ma a siri m ya: A ma m na
ọ hụrụ ụmụ ya n'anya; otu o
sila dị, a maghị m ihe ihe nile
pụtara.
18 Ma ọ siri m: Lee, [a]nwa-
agbọghọbịa na-amaghị nwoke
ahụ ị hụrụ bụ [b]nne nke Ọkpara
nke Chineke, dịka na anụ arụ.
19 Ma o wee ruo na ahụrụ
m na Mụọ nke Onye-nwe kpọ-
pụrụ ya; ma mgbe akpọpụworo

6*a* Ọpụ. 9:29;
2 Nif. 29:7;
3 Nif. 11:14;
Moses 6:44.
*b* NGAN Kwere, Nkwenye.
7*a* NGAN Iriba-ama.
*b* NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
8*a* 1 Nif. 8:10.
*b* 1 Nif. 8:11.
9*a* 1 Nif. 11:22–25.
11*a* Jen. 40:8.
*b* Ita 3:15–16.
13*a* Mat. 2:23.
*b* Luk 1:26–27;
Alma 7:10.
NGAN Meri, Nne nke Jisus.
14*a* Ezik. 1:1;
1 Nif. 1:8.
18*a* Aisa. 7:14;
Luk 1:34–35.
*b* Mosa. 3:8.

ya n'ime [a]Mụọ na nwa oge,
mụọ-ozi ahụ wee gwa m okwu,
na-asị: Lee!
20 Ma e lere m ma hụ nwa-
agboghọ na-amaghị nwoke ahụ
ọzọ, ka o ku [a]nwa n'aka ya abụọ.
21 Ma mụọ-ozi ahụ siri m:
Lee [a]Nwa-atụrụ nke Chineke,
e, ọbụna [b]Ọkpara nke [c]Nna nke
Mgbe Ebighi-ebi! Ị matawo ihe
[d]osisi nke nna gị hụrụ pụtara?
22 Ma a zara m ya, si: E, ọ
bụ [a]ịhụ-n'anya nke Chineke,
nke wụpụtara onwe ya n'ebe
nile n'ime obi nile nke ụmụ nke
mmadụ; ya mere, ọ bụ ihe kwe-
sịrị onwunwe karịa ihe nile.
23 Ma ọ gwara m okwu, sị: E,
na nke karịchara [a]obi ụtọ nye
mkpụrụ-obi.
24 Ma mgbe o kwusịworo
okwu ndị a, o wee sị m: Lee! Ma
e lere m, ma a hụrụ m Ọkpara
nke Chineke ka ọ [a]na-agagharị
n'etiti ụmụ nke mmadụ; ma a
hụrụ m ọtụtụ ndị dara n'ala
n'ụkwụ ya ma fee ya.
25 Ma o wee ruo na a hụrụ m
na [a]okporo ịgwe ahụ nke nna m
hụworo, bụ okwu nke Chineke,
nke dubara n'isi [b]isi mmiri nile
nke ndụ, ma-ọbụ ruo [c]n'osisi
nke ndụ; nke mmiri ya bụ
ihe na-anọchịte ịhụ-n'anya nke
Chineke; ma a hụkwara m na
osisi nke ndụ bụrịị ihe na-anọ-
chịte ịhụ-n'anya nke Chineke.
26 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
okwu ozo: Lee ma hụ [a]iwedata
onwe ala nke Chineke!
27 Ma e lere m ma hụ [a]Onye-
mgbapụta nke ụwa, bụ onye nna
m kwuworo okwu maka ya; ma
a hụkwara m [b]onye-amụma ahụ
nke ga-edozi ụzọ tụpụ ọ bịa. Ma
Nwa-atụrụ nke Chineke gara
n'iru ma o wee [c]mee ya baptism;
ma mgbe e mesịworo ya bap-
tism, a hụrụ m elu-igwe nile
ka o meghere, ma Mụọ Nsọ
rịdatara site n'elu-igwe wee nọ-
dụ n'elu ya n'ụdị nke [d]nduru.
28 Ma a hụrụ m ka ọ na-aga-
gharị na-ekwusa ozi-ọma nye
ndị mmadụ, [a]n'ike na nnukwu
otuto; ma igwe mmadụ nile
gbakọtara ịnụ okwu ya; ma a
húrụ m na ha chụpụrụ Ya site
n'ebe ha nọ.
29 Ma a hụkwara m [a]iri na
abụọ ndị ọzọ na-eso ya. Ma o
wee ruo na Mụọ kpọpụrụ ha site
n'iru m, ma ahụkwaghị m ha.
30 Ma o wee ruo na Mụọ-ozi
ahụ gwara m okwu ọzọ, na-asị:
Lee! Ma e lere m, ma a hụrụ m
elu-igwe ka o meghere ọzọ, ma
a hụrụ m [a]ndị-mụọ-ozi na-arị-
datakwute ụmụ nke mmadụ;
ma ha kwusaara ha ozi-ọma.

---

19*a* Mat. 1:20.
20*a* Luk 2:16.
21*a* NGAN Nwa-atụrụ nke Chineke.
*b* NGAN Jisus Kraịst.
*c* NGAN Chineke, Chi-ukwu—Chineke Nna ahụ.
*d* 1 Nif. 8:10; Alma 5:62. NGAN Osisi nke Ndụ.
22*a* NGAN Ịhụnanya.
23*a* NGAN Ọñụ.
24*a* Luk 4:14–21.
25*a* 1 Nif. 8:19.
*b* NGAN Mmiri Ndụ.
*c* Jen. 2:9; Alma 32:40–41; Moses 4:28, 31.
26*a* 1 Nif. 11:16–33.
27*a* 2 Nif. 25:13.
*b* Mat. 11:10; 1 Nif. 10:7–10; 2 Nif. 31:4.
*c* NGAN Baptism, Mee Baptism.
*d* NGAN Ihe Iriba-ama nke Nduru.
28*a* OznỌd. 138:25–26.
29*a* NGAN Onye-ozi.
30*a* NGAN Mụọ-ozi nile.

31 Ma ọ gwara m okwu ọzọ, na-asị; Lee! Ma e lere m ma, a hụrụ m Nwa-atụrụ nke Chineke ka ọ na-agagharị n'etiti ụmụ nke mmadụ. Ma a hụrụ m igwe mmadụ ndị na-arịa ọrịa, na ndị nwere nsogbu nke ọrịa dị iche iche, na nke [a]ajọọ-mụọ nile ma mụọ [b]nile na-adịghị ọcha; ma mụọ-ozi ahụ kwuru okwu ma gosị m ihe nile ndị a. Ma a [c]gwọrọ ha site n'ike nke Nwa-atụrụ nke Chineke; ma ajọọ-mụọ ahụ nile na mụọ na-adịghị ọcha ahụ nile ka a chụpụrụ.

32 Ma o wee ruo na mụọ-ozi ahụ gwara m okwu ọzọ, sị: Lee! Ma e lere m ma hụ Nwa-atụrụ nke Chineke, ka ndị mmadụ kpọọrọ ya; e, Ọkpara Chineke nke mgbe nile na-adigide ka ụwa [a]kpere ikpe; ma a hụrụ m na-agba ama.

33 Ma mụ, Nifaị, hụrụ na e buliri ya n'elu [a]obe ma [b]gbuo ya n'ihi mmehie nile nke ụwa.

34 Ma mgbe e gbusịrị ya a hụrụ m igwe mmadụ nile nke ụwa, ka ha gbakọrọ ịlụ ọgụ megide ndị-ozi nke Nwa-atụrụ ahụ, n'ihi na otu a ka e siri kpọọ iri na-abụọ ahụ site n'ọnụ mụọ-ozi nke Onye-nwe.

35 Ma igwe mmadụ nke ụwa gbakọtara; ma a hụrụ m na ha nọ na nnukwu na obosara [a]ụlọ, dịka ụlọ nke nna m hụrụ. Ma mụọ-ozi nke Onye-nwe gwara m okwu ọzọ, si: Lee ndị ụwa na amamihe ha; e, Lee ụlọ nke Israel agbakọtawo ịlụ ọgụ megide ndị-ozi iri na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ.

36 Ma o wee ruo na a hụrụ m ma gbaa ama na nnukwu na obosara ụlọ ahụ bụ [a]mpako nke ndị ụwa; ma ọ dara, ma ọdịda ahụ buru ibu karịa. Ma mụọ-ozi nke Onye-nwe gwara m okwu ọzọ na asị: Nke a ga-abụ mbibi nke mba nile, ebo nile, asụsụ nile na ndị mmadụ, ndị ga-alụ ọgụ megide ndị-ozi iri na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ.

## ISI 12

*Nifaị wee hụ n'ọ̀hụ̀ ala e kwere na nkwa; ezi-omume ahụ, ajọọ-omume, na ọdịda nke ndị bi n'ime ya; ọbịbịa nke Nwa-atụrụ nke Chineke n'etiti ha; otu ndị Na-eso Ụzọ Iri na Abụọ na Ndị-ozi Iri na Abụọ ga-esị kpee Israel ikpe; na ọnọdụ enweghị mmasị na iru-inyi nke ndị na-ala azụ site n'ekweghị ekwe. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

1 MA o wee ruo na mụọ-ozi ahụ gwara m sị: Lee, ma hụ mkpụrụ-afọ nke gị, na kwa mkpụrụ-afọ nke ụmụnne gị. Ma e lere m ma hụ [a]ala ahụ e kwere na nkwa; ma a hụrụ m igwe ndị mmadụ nile, e, ọbụna dịka ọnụ-ọgụgụ ha ọ dị ọtụtụ dịka aja dị n'ime oke-osimiri.

31*a* Mak. 5:15–20; Mosa. 3:5–7. NGAN Ekwensu.
*b* NGAN Mụọ—Mụọ Ọjọọ nile.
*c* NGAN Gwọọ, Ọgwụgwọ nile.
32*a* Mak. 15:17–20.
33*a* Jọn 19:16–19; Mosa. 3:9–10; 3 Nif. 27:14. NGAN Obe.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
35*a* 1 Nif. 8:26; 12:18.
36*a* NGAN Mpako.
**12** 1*a* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.

2 Ma o wee ruo na a hụrụ m
igwe mmadụ nile gbakọrọ ịlụ
agha, otu megide ibe ya; ma a
hụrụ [a]agha nile, na asịrị nile nke
agha nile, na oke ogbugbu nile
nke mma agha n'etiti ndị m.
3 Ma o wee ruo na a hụrụ m
ọtụtụ ọgbọ ka ha gafere, site
n'ụdị agha nile na ndọrọ-ndọrọ
nile dị n'ala ahụ; ma a hụrụ m
ọtụtụ obodo-ukwu, e, ọbụna na
agụtaghị m ha ọnụ.
4 Ma o wee ruo na a hụrụ m
[a]igirigi nke [b]ọchịchịrị n'elu iru
nke ala e kwere na nkwa; ma a
hụrụ m amụma nile, ma a nụrụ
m egbe-elu igwe nile, na ala
ọma jijiji nile, na ụdị mkpọtụ
nsogbu nile; ma a hụrụ m ala
ahụ na nkume nile, na ha na-
ekewasị, ma a hụrụ m ugwu
nile ka ha na-atụgharị na agba-
rịsị; ma a hụrụ m obosara ala
nke ụwa, ka ha gbawasịrị; ma a
hụrụ m otutụ obodo-ukwu ka
ha [c]miri n'ime ala; ma a hụrụ m
ọtụtụ ka ha gbara ọkụ; ma a
hụrụ m ọtụtụ ndị nke tụgharịrị
daa n'ala, n'ihi ọma jijiji ahụ.
5 Ma o wee ruo ka m hụchara
ihe ndị a nile, a hụrụ m [a]igirigi
nke ọchịchịrị ka ọ gafere n'elu
iru nke ụwa ahụ, ma lee, a hụrụ
m igwe mmadụ nile ndị na-
adabeghị n'ihi nnukwu ikpe dị
egwụ nke Onye-nwe.
6 Ma a hụrụ m elu-igwe nile
ka o meghere, na [a]Nwa-atụrụ
nke Chineke ka ọ na-arịdata site
n'elu-igwe; ma ọ gbadatara ma
gosị ha onwe ya.
7 Ma a hụkwara m ma na-agba
ama na Mụọ Nsọ dakwasịrị
[a]iri na abụọ ndị ọzọ; e wee
chie ha echichi nke Chineke, ma
họpụta ha.
8 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
okwu, si: Lee ndị na-eso ụzọ iri
na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ ndị
a họpụtara ikwusa ozi-ọma nye
mkpụrụ-afọ gị.
9 Ma o wee si m: I chetara
[a]ndị-ozi iri na abụọ nke Nwa-
atụrụ ahụ? Lee [b]ha bụ ndị
ga-ekpe agbụrụ iri na abụọ nke
Israel ikpe; ya mere, ndị-ozi iri
na abụọ nke mkpụrụ afọ gị ka
ha ga-ekpe ikpe; n'ihi na unu
bụ ndị si n'ụlọ nke Israel.
10 Ma ndị-ozizi [a]iri na abụọ
ndị a ị hụrụ ga-ekpe mkpụrụ-
afọ gị ikpe. Ma, lee, ha bụ ndị
ezi-omume ruo mgbe nile; n'ihi
na ọ bụ maka okwukwe ha
n'ime Nwa-atụrụ nke Chineke
ka [b]uwe ha na-enwu ọcha site
n'ọbara ya.
11 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
okwu sị m: Lee! Ma e lere m, ma
hụ [a]ọgbọ atọ gafere n'ezi-omu-
me; ma uwe ha dị ọcha dịka nke
Nwa-atụrụ nke Chineke. Ma
mụọ-ozi ahụ wee sị m: E mere
ka ndị a dị ọcha n'ime ọbara nke
Nwa-atụrụ ahụ, n'ihi okwukwe
ha nwere na ya.

2*a* Inọs 1:24; Mọm 8:7–8. NGAN Agha.
4*a* Hil. 14:20–28.
*b* 1 Nif. 19:10.
*c* 3 Nif. 8:14.
5*a* 3 Nif. 8:20; 10:9.
6*a* 2 Nif. 26:1, 9; 3 Nif. 11:3–17.
7*a* 3 Nif. 12:1; 19:12–13.
9*a* Luk 6:13.
*b* Mat. 19:28; OznỌd. 29:12. NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
10*a* 3 Nif. 27:27; Mọm 3:18–19.
*b* Mkpu. 7:14; Alma 5:21–27; 13:11–13; 3 Nif. 27:19–20.
11*a* 2 Nif. 26:9–10; 3 Nif. 27:30–32.

12 Ma mụ, Nifaị, hụkwara
ọtụtụ n'ime [a]ọgbọ nke anọ ndị
gafere n'ezi-omume.
13 Ma o wee ruo na a hụrụ m
igwe mmadụ nile nke ụwa ka ha
gbakọtara.
14 Ma mụọ-ozi ahụ wee sị m:
Lee mkpụrụ-afọ gị, na kwa
mkpụrụ-afọ nke ụmụnne gị.
15 Ma o wee ruo na e lere
m ma hụ ndị mmadụ nke
mkpụrụ-afọ m ka ha gbakọtara
n'igwe [a]na-emegide mkpụrụ-afọ
nke ụmụnne m; ma ha gbakọta-
ra ịlụ agha.
16 Ma mụọ-ozi ahụ wee gwa
m okwu, na-asị: Lee isi miri
nke [a]mmiri ruru inyi nke nna
gị hụrụ; e, ọbụna [b]osimiri ahụ
nke o kwuru maka ya; ma
omimi ya bụ omimi nile nke
[c]ala mụọ.
17 Ma [a]igirigi nke ọchịchịrị
bụ ọnwụnwa nile nke ekwensu,
nke [b]na-ekpu isi n'anya, ma
ga-emechị obi nile nke ụmụ nke
mmadụ, ma na-edufu ha baa
n'ime [c]ụzọ nke sara mbara, ka
ha laa n'iyi ma fuo.
18 Ma nnukwu na obosara
[a]ụlọ ahụ nke nna gị hụrụ, bụ
[b]echiche nke efu nile ya na
[c]mpako nke ụmụ nke mmadụ.
Ma nnukwu na [d]oke ọlụlụ dị
egwụ kewara ha; e, ọbụna okwu
nke [e]ikpe zịrị ezi nke Chineke
ebighi-ebi, na Mesaịa ahụ bu
Nwa-atụrụ nke Chineke nke
Mụọ Nsọ na-agba ama banyere
ya site na mmalite ụwa wee
ruo ugbua, na site ugbua ruo
mgbe nile.
19 Ma mgbe mụọ-ozi na-ekwu
okwu ndị a, e lere m ma hụ
na mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m
nwere ndọrọ-ndọrọ megide
mkpụrụ-afọ m, dịka okwu nke
mụọ-ozi ahụ siri dị; ma n'ihi
mpako nke mkpụrụ-afọ m, na
[a]ọnwụnwa nile nke ekwensu,
m wee hụ na [b]ike mkpụrụ-afọ
nke ụmụnne m karịrị nke
mkpụrụ-afọ m.
20 Ma o wee ruo na e lere m,
ma hụ mkpụrụ-afọ nke ụmụnne
m na ha emeriwo mkpụrụ-afọ
m; na ha jegharịrị n'ìgwè n'elu
iru nke ala ahụ.
21 Ma a hụrụ m ha ka ha
gbakọtara n'ìgwè; ma a hụrụ m
[a]agha nile na asịrị agha nile n'e-
titi ha; na n'ime agha nile na
asịrị agha nile a hụrụ m ọtụtụ
ọgbọ ka ha gafere.
22 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m: Lee
ndị a [a]ga-ala azụ n'ekweghị ekwe.
23 Ma o wee ruo na e lere m,
mgbe ha laworo azụ n'ekweghị
ekwe, ha ghọrọ ndị [a]oji, na-
enweghị mmasị, [b]ndị ruru inyi,
jupụtara na [c]ịnọ nkịtị na ụdị ihe
arụ nile di iche iche.

12*a* Alma 45:10–12; Hil. 13:5, 9–10; 3 Nif. 27:32; 4 Ne. 1:14–27.
15*a* Mọm 6.
16*a* NGAN Inyi, Iru-inyi.
*b* 1 Nif. 8:13; 15:26–29.
*c* NGAN Ala-mụọ.
17*a* 1 Nif. 8:23; 15:24; OznỌd. 10:20–32.
*b* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*c* Mat. 7:13–14.
18*a* 1 Nif. 8:26; 11:35–36.
*b* Jer. 7:24.
*c* NGAN Mpako.
*d* Luk 16:26; 1 Nif. 15:28–30.
*e* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
19*a* NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
*b* Jarọm 1:10; OkwMọm. 1:1–2.
21*a* Mọm 8:8; Moro. 1:2. NGAN Agha.
22*a* 1 Nif. 15:13; 2 Nif. 26:15.
23*a* 2 Nif. 26:33.
*b* 2 Nif. 5:20–25.
*c* NGAN Ịnọ Nkịtị, Nọ Nkịtị.

## ISI 13

*Nifaị wee hụ n'ọhụ̀ nzukọ nke ekwensu ka ehiwere n'etiti ndị Jentaịlụ, nchọpụta na iwere ọchịchị ala Amerika, ofufu nke ọtụtụ akụkọ dị mfe nghọta na oke mkpa n'ime Bible, ihe sotere ọnọdụ nke ndị Jentaịlụ ịgọnarị okwukwe, mwetaghachị nke ozi-ọma ahụ, ọbịbịa nke akwụkwọ-nsọ nke ụbọchị ikpe-azụ, na mwulite elu nke Zaịọn. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mụọ-ozi ahụ gwara m okwu, sị: Lee! Ma e lere m ma hụ ọtụtụ mba na ala-eze.
2 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m: Gịnị ka ị hụrụ? Ma a siri m: A hụrụ m ọtụtụ mba na ala-eze.
3 Ma ọ sịrị m: Ndị a bụ mba nile na ala-eze nile nke ndị Jentaịlụ.
4 Ma o wee ruo na a hụrụ m n'etiti mba nile nke [a]ndị Jentaịlụ nhiwe nke [b]nnukwu nzukọ.
5 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m: Lee nhiwe nke otu nzukọ nke kachasị bụrụ ihe rụrụ arụ karịcha nzukọ ndị ọzọ nile, nke [a]na-egbu ndị-nsọ nke Chineke, e, ma na-emesi ha ike ma kee ha agbụ, jiri [b]ụdọ igwe manye ha, ma wedata ha n'ime ndọkpụ n'agha.
6 Ma o wee ruo na a hụrụ m [a]nnukwu nzukọ rụrụ arụ nke a; ma a hụrụ m [b]ekwensu ahụ na ọ bụ onye chọpụtara ya.
7 Ma a hụkwara m [a]ọla-edo, na ọla-ọcha, na akwa-silk nile, na akwa-uhie nile, na ọmarịcha akwa linen akpara nke ọma, na ụdị akwa oke-ọnụ-ahịa ọbụla; ma a hụrụ m ọtụtụ ndị akwụnakwụna.
8 Ma mụọ-ozi ahụ wee gwa m okwu, na-asị: Lee ọla-edo ahụ, na ọla-ọcha ahụ, na akwa silk nile ahụ, na akwa uhie nile, na ọmarịcha akwa linen akpara nke ọma, na uwe oke-ọnụ-ahịa, na ndị akwụnakwụna, bụ [a]ọchịchọ nke nnukwu nzukọ rụrụ arụ nke a.
9 Na kwa maka otuto nke ụwa ka ha ji [a]na-ebibi ndị-nsọ nke Chineke, ma wedata ha n'ime ndọkpụ n'agha.
10 Ma o wee ruo na e lere m ma hụ ọtụtụ mmiri; ma ha kewara ndị Jentaịlụ site na mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m.
11 Ma o wee ruo na mụọ-ozi ahụ sịrị m: Lee iwe Chineke dị ọkụ abịakwasịwo mkpụrụ-afọ nke ụmụnne gị.
12 Ma e lere m ma hụ otu nwoke n'etiti ndị Jentaịlụ, ndị a kpọpụtara site na mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m n'akụkụ ọtụtụ mmiri; ma a hụrụ m [a]Mụọ nke Chineke, na ọ rịdatara ma dakwasị nwoke ahụ; ma ọ gara n'iru n'elu ọtụtụ mmiri ahụ, ọbụna ruo na mkpụrụ-afọ nke

**13** 4*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
*b* 1 Nif. 13:26, 34; 14:3, 9–17.
5*a* Mkpu. 17:3–6; 1 Nif. 14:13.
*b* Jer. 28:10–14.
6*a* OznỌd. 88:94. NGAN Ekwensu—Nzukọ nke ekwensu.
*b* 1 Nif. 22:22–23.
7*a* Mọm 8:36–38.
8*a* Mkpu. 18:10–24; Mọm 8:35–38.
9*a* Mkpu. 13:4–7.
12*a* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.

ụmụnne m, ndị nọ n'ala nke e
kwere na nkwa.
13 Ma o wee ruo na a hụrụ m
Mụọ nke Chineke ahụ, na ọ da-
kwasịrị ndị Jentaịlụ ọzọ; ma ha
gara n'iru si na ndọkpụ n'agha
pụọ, n'elu ọtụtụ mmiri ahụ.
14 Ma o wee ruo na a hụrụ
m ọtụtụ [a]igwe mmadụ nke ndị
Jentaịlụ n'elu [b]ala e kwere na
nkwa; ma a hụrụ m iwe ọkụ
nke Chineke, ka ọ bịakwasịrị
mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m;
ma e [c]kposasịrị ha n'iru ndị
Jentaịlụ ma gbuo ha.
15 Ma a hụrụ m Mụọ nke
Onye-nwe, ka ọ bịakwasịrị ndị
Jentaịlụ ahụ, ma ha mere nke
ọma ma [a]nweta ala nke nketa
ha; ma a hụrụ m na ha dị
ọcha, ma dị ọcha karịa ma [b]maa
mma, dịka ndị nke m tutu
[c]egbuo ha.
16 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
hụrụ na ndị Jentaịlụ ndị gaworo
n'iru ịpụta na ndọkpụ n'agha
mere onwe ha umeala n'iru
Onye-nwe, ma ike nke Onye-
nwe nọnyeere [a]ha.
17 Ma a hụrụ m na nne ha ndị
Jentaịlụ ka achịkọtara ọnụ n'elu
mmiri ahụ, na n'elu ala ahụ
kwa, ka ha lụso ha agha.
18 Ma a hụrụ m na ike Chineke
nọnyere ha, na kwa na iwe ọkụ
nke Chineke bịakwasịrị ndị
nile achịkọtara ọnụ imegide ha
n'agha.
19 Ma mụ, Nifaị, hụrụ na ndị
Jentaịlụ bụ ndị sịworo na ndọ-
kpụ n'agha pụta ka [a]anapụtara
site n'ike nke Chineke site n'aka
mba ndị ọzọ nile.
20 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
hụrụ na ha mere nke ọma n'ala
ahụ; ma a hụrụ m [a]akwụkwọ,
ma ha na-ebụgharị ya n'etiti
onwe ha.
21 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m: I
matara ihe akwụkwọ a pụtara?
22 Ma a sịrị m ya: A mataghị m.
23 Ma ọ sịrị: Lee o si n'ọnụ
onye Juu pụta. Ma mụ, Nifaị,
hụrụ ya; ma ọ sịrị m: [a]Akwụkwọ
a nke gị onwe gị na-ele anya bụ
[b]akụkọ-ndekọta nke [c]ndị Juu,
nke ihe dị n'ime ya bụ ọgbụgba-
ndụ nke Onye-nwe, nke o me-
woro nye ụlọ nke Israel; ma ihe
ọzọ dị kwa n'ime ya bụ ọtụtụ
ibu-amụma nke ndị-amụma dị
nsọ; ma ọ bụ akụkọ-ndekọta
dịka ihe nkanye ndị ahụ dị n'elu
[d]epekele bras, e wezuga na ha
adịghị oke ọtụtụ; otu o sila dị,
ihe dị n'ime ha bụ ọgbụgba-ndụ
nile nke Onye-nwe, nke o me-
woro nye ụlọ nke Israel; ya
mere, ha dị oke-ọnụ-ahịa nye
ndị Jentaịlụ.
24 Ma mụọ-ozi nke Onye-nwe
sịrị m: I hụwo na akwụkwọ ahụ
siri n'ọnụ onye Juu pụta; ma
mgbe o siworo n'ọnụ onye Juu
pụta ihe dị n'ime ya bụ uju nke
ozi-ọma nke Onye-nwe, bụ onye
ndị-ozi iri na abụọ na-agba ama
maka ya; ma ha na-agba ama

14*a* 2 Nif. 1:11; Mọm 5:19–20.
*b* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*c* 1 Nif. 22:7–8. NGAN Israel—Mkposasị nke Israel.
15*a* 2 Nif. 10:19.
*b* 2 Nif. 5:21.
*c* Mọm 6:17–22.
16*a* OznỌd. 101:80.
19*a* 2 Nif. 10:10–14; 3 Nif. 21:4; Ita 2:12.
20*a* 1 Nif. 14:23.
23*a* 1 Nif. 13:38; 2 Nif. 29:4–12.
*b* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
*c* 2 Nif. 3:12.
*d* 1 Nif. 5:10–13.

dịka ezi-okwu nke dị n'ime
Nwa-atụrụ nke Chineke.
25 Ya mere, ihe ndị a nile
na-aga n'iru site n'aka [a]ndị Juu
n'ịdị ọcha wee ruo ndị [b]Jentaịlụ,
dịka ezi-okwu ahụ nke dị n'ime
Chineke.
26 Ma mgbe ha gasịrị n'iru site
n'aka ndị-ozi iri na abụọ nke
Nwa-atụrụ ahụ, site na ndị Juu
wee [a]ruo ndị Jentaịlụ, ị na-ahụ
nhiwe nke [b]nnukwu [c]nzukọ ahụ
rụrụ arụ, nke rụrụ arụ karịa
nzukọ ndị ọzọ nile; ma Lee, ha
[d]ewepụwo site n'ozi-ọma nke
Nwa-atụrụ ahụ ọtụtụ akụkụ ihe
ndị [e]dị mfe nghọta na oke mkpa;
na kwa ọtụtụ ọgbụgba-ndụ nke
Onye-nwe ka ha wepụworo.
27 Ma ihe nile ndị a ka ha me-
woro ka ha wee gbanwe ezi ụzọ
nile nke Onye-nwe, ka ha wee
nwe ike kpuchie anya nile ma
mee ka obi nile nke ụmụ nke
mmadụ nile di ike.
28 Ya mere, ị hụwo na mgbe
akwụkwọ ahụ gaworo n'iru site
n'aka nnukwu nzukọ ahụ rụrụ
arụ a, na e nwere ọtụtụ ihe dị
mfe nghọta na oke mkpa ndị
ewepụworo site n'akwụkwọ
ahụ, nke bụ akwụkwọ nke
Nwa-atụrụ nke Chineke.
29 Ma mgbe e wepụworo ihe
ndị a dị mfe nghọta na oke
mkpa, ọ gara n'iru ruo mba nile
nke ndị Jentaịlụ; ma mgbe ọ
gaworo n'iru rute mba nile nke
ndị Jentaịlụ, e, ọbụna gafee
ọtụtụ mmiri ahụ nke ị hụworo
ya na ndị Jentaịlụ ndị gara n'iru
pụọ na ndọkpụ n'agha, i hụwo—
n'ihi ọtụtụ ihe dị mfe nghọta na
oke mkpa ndị a nke e wepụwo-
ro n'ime akwụkwọ ahụ, ihe ndị
a dị mfe nghọta nye nghọta nke
ụmụ nke mmadụ, dịka ịdị mfe
nghọta nke dị n'ime Nwa-atụrụ
nke Chineke ahụ—n'ihi ihe
nile ndị a nke e wepụworo site
n'ozi-ọma nke Nwa-atụrụ ahụ,
ọtụtụ ndị karịrị akarị na-azọhie
ụkwụ, e, nke mere na Setan
nwere nnukwu ike n'arụ ha.
30 Otu o sila dị, ị na-ahụ na ndị
Jentaịlụ bụ ndị siworo na ndọ-
kpụ n'agha pụọ, ma bụrụ ndị e
buliteworo elu site n'ike nke
Chineke karịa mba ndị ọzọ nile,
n'elu iru nke ala a họọrọ karịa
ala ndị ọzọ nile, nke bụ ala nke
Onye-nwe Chineke jiworo gbaa-
ndụ ya na nna gị na mkpụrụ-
afọ ya kwesịrị inwe dịka [a]ala
nke nketa ha; ya mere, ị hụrụ na
Onye-nwe Chineke agaghị ekwe
na ndị Jentaịlụ ga-ebibi kpam
kpam [b]ngwakọta mkpụrụ-afọ
gị, bụ ndị bi n'etiti ụmụnne gị.
31 Ọ bụghị ma ọ ga-ekwe na
ndị Jentaịlụ [a]ga-ebibi mkpụrụ-
afọ nke ụmụnne gị.
32 Ọ bụghị ma Onye-nwe
Chineke ọ ga-ekwe na ndị Jen-
taịlụ ga-anọgide ruo mgbe nile
n'ajọọ ikpu-ìsì, nke ị hụworo ha

25*a* 2 Nif. 29:4–6; OznỌd. 3:16. NGAN Ndị Juu.
*b* NGAN Ndị Jentaịlụ.
26*a* Mat. 21:43.
*b* 1 Nif. 13:4–6; 14:3, 9–17.
*c* NGAN Ngọnarị Okwukwe—Ngọnarị okwukwe nke nzukọ ndị mbu na-eso ụzọ Kraịst.
*d* Mọm 8:33; Moses 1:41.
*e* 1 Nif. 14:20–26; Ndep. Ok 1:8.
30*a* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*b* Alma 45:10–14.
31*a* 2 Nif. 4:7; 10:18–19; Jekọb 3:5–9; Hil. 15:12; 3 Nif. 16:8–9; Mọm 5:20–21.

nọ n'ime ya, n'ihi ihe dị mfe nghọta na oke mkpa bụ akụkụ ozi-ọma nke Nwa-atụrụ nke [a]nzukọ ahụ rụrụ arụ jichiri, nke nhiwe ya bụ nke ị hụworo.

33 Ya mere, otu a ka Nwa-atụrụ nke Chineke kwuru: A ga m e mere ndị Jentaịlụ ebere, ruo mgbe m ga-eleta ndị nke ụlọ nke Israel fọdụrụ na nnukwu ikpe.

34 Ma o wee ruo na mụọ-ozi nke Onye-nwe gwara m okwu, sị: Lee, ka Nwa-atụrụ nke Chineke kwuru, mgbe m letaworo [a]ndị nke ụlọ Israel fọdụrụ — ma ndị nke a fọdụrụ nke m na-ekwu okwu ha bụ mkpụrụ-afọ nke nna gị — ya mere, mgbe m letaworo ha n'ikpe, ma gbuo ha site n'aka nke ndị Jentaịlụ, ma mgbe ndị Jentaịlụ [b]ga-azọhie nnukwu nzọhie karịa, n'ihi ihe dị mfe nghọta na oke mkpa karịa bụ akụkụ nke [c]ozi-ọma nke Nwa-atụrụ nke nzukọ ahụ rụrụ arụ jichiworo, nke bụ nne nke ndị akwụnakwụna, otu a ka Nwa-atụrụ ahụ kwuru — A ga m e mere ndị Jentaịlụ ebere n'ụbọchị ahụ, nke ga-eme na m [d]ga-ewetara ha, n'ike nke m, ozi-ọma m buru ibu, nke ga-adị mfe nghọta na oke mkpa otu a ka Nwa-atụrụ ahụ kwuru.

35 N'ihi na, Lee, ka Nwa-atụrụ ahụ kwuru: M ga-egosipụta onwe m nye mkpụrụ afọ gị, ma ha ga-ede ọtụtụ ihe nke m ga akụziri ha, nke ga-adị mfe nghọta na oke mkpa; ma mgbe e bibisịworo mkpụrụ-afọ gị, ma laghachị-azụ site n'ekweghị ekwe, na kwa mkpụrụ-afọ nke ụmụnne gị, lee, [a]ihe ndị a ka a ga-ezoli, ka ha pụta ọzọ nye ndị Jentaịlụ, site n'onyinye na ike nke Nwa-atụrụ ahụ.

36 Ma n'ime ha ka a ga-ede [a]ozi-ọma m, ka Nwa-atụrụ ahụ kwuru, na [b]oke nkume m na nzọpụta m.

37 Ma [a]ngọzi na-adịrị ha bụ ndị ga-achọ iwepụta [b]Zaịọn m n'ụbọchị ahụ, n'ihi na ha ga-enwe [c]onyinye na ike nke Mụọ Nsọ; ma ọ bụrụ na ha [d]nọgide ruo ọgwụgwụ, a ga-ebuli ha elu n'ụbọchị ikpeazụ, ma a ga-azọpụta ha [e]n'ala eze mgbe nile na-adigide nke Nwa-atụrụ ahụ, ma onye ọbụla [f]ga-ekwusa udo, e, ozi nile nke oke ọñụ, lee otu ịma mma ha n'elu-ugwu ahụ ga-adị.

38 Ma o wee ruo na a hụrụ m ụfọdụ nke mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m, na kwa [a]akwụkwọ nke Nwa-atụrụ nke Chineke, nke sịworo n'ọnụ nke ndị Juu pụta, na o sitere n'ọnụ ndị Jentaịlụ ruo [b]ndị nke fọdụrụ na mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m.

39 Ma mgbe ọ pụtara ruo ha, a

32*a* NGAN Ekwensu— Nzukọ nke ekwensu.
34*a* NGAN Josef, Nwa-nwoke nke Jekọb.
*b* 1 Nif. 14:1–3; 2 Nif. 26:20.
*c* NGAN Ozi-ọma.
*d* OznỌd. 10:62. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
35*a* 2 Nif. 27:6; 29:1–2. NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
36*a* 3 Nif. 27:13–21.
*b* Hil. 5:12; 3 Nif. 11:38–39. NGAN Oke-nkume.
37*a* OznỌd. 21:9.
*b* NGAN Zaịọn.
*c* NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ.
*d* 3 Nif. 27:16. NGAN Nọgide.
*e* NGAN Ebube Selestịal.
*f* Aisa. 52:7; Mosa. 15:14–18; 3 Nif. 20:40.
38*a* 1 Nif. 13:23; 2 Nif. 29:4–6.
*b* Mọm 5:15.

hụrụ m [a]akwụkwọ ndị ọzọ, ndị
pụtara site n'ike Nwa-atụrụ ahụ,
site na ndị Jentaịlụ ruo ha, ruo
[b]n'ịtụgharị obi nke ndị Jentaịlụ
na ndị nke fọdụrụ na mkpụrụ-
afọ nke ụmụnne m, na kwa ndị
Juu ndị gbasasịrị n'elu iru nile
nke ụwa, na akụkọ-ndekọta ahụ
nke ndị-amụma na nke ndị-ozi
iri na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ
bụ [c]ezi-okwu.
40 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
okwu, si: [a]Akụkọ-ndekọta ikpe-
azụ ndị a, nke ị hụworo n'etiti
ndị Jentaịlụ, [b]ga-ehiwe ezi-okwu
[c]nke mbụ, nke bụ nke ndị-ozi
iri na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ,
ma ọ ga-eme ka a mata ihe ndị
ahụ dị mfe nghọta na oke mkpa
bụ nke a napụworo ha; ma ọ
ga-eme ka a mata ya n'ebo nile,
asụsụ nile, na ndị mmadụ nile,
na Nwa-atụrụ Chineke bụ
Ọkpara nke Nna nke ebighi-ebi,
na [d]Onye-nzọpụta nke ụwa;
ma na mmadụ nile garịrị abịa-
kwute ya, ma-ọbụ agaghị azọ-
pụta ha.
41 Ma ha ga-abịarịrị dịka okwu
nile nke ga-esị n'ọnụ nke Nwa-
atụrụ ahụ pụta; ma okwu nke
Nwa-atụrụ ahụ ka a ga-eme ka
a mata n'ime akụkọ-ndekọta ahụ
nke mkpụrụ-afọ gị, na kwa n'ime
akụkọ-ndekọta ahụ nke ndị-ozi
iri na abụọ nke Nwa-atụrụ ahụ;
ya mere, ha abụọ ka a ga-ehiwe
[a]n'otu; n'ihi na e nwere [b]otu
Chineke na otu [c]Onye-ọzụzụ
atụrụ gburu-gburu ụwa nile.
42 Ma oge na-abịa mgbe ọ
ga-egosị onwe ya nye mba nile,
ma nye ndị [a]Juu na kwa nye ndị
Jentaịlụ; ma mgbe o gosịworo
onwe ya nye ndị Juu na kwa nye
ndị Jentaịlụ, mgbe ahụ ọ ga-
egosịkwa onwe ya nye ndị
Jentaịlụ na kwa nye ndị Juu,
ma ndị [b]ikpe-azụ ga-abụ ndị
mbụ, ma [c]ndị mbụ ga-abụ ndị-
ikpe-azụ.

## ISI 14

*Mụọ-ozi wee gwa Nifaị maka ngọzi nile na ọbụbụ ọnụ nile ga-adakwasị ndị Jentaịlụ—E nwere nanị nzukọ abụọ: Nzukọ-nsọ nke Nwa-atụrụ Chineke na nzukọ nke ekwensu—Ndị-nsọ nke Chineke na mba nile a na-esogbu ha site n'aka nnukwu nzukọ ahụ rụrụ arụ—Onye-ozi Jọn ga-ede gbasara ọgwụgwụ ụwa. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA ọ ga-eru mgbe, na ọ bụrụ
na ndị [a]Jentaịlụ ga-aña ntị nye
Nwa-atụrụ nke Chineke n'ụbọ-
chị ahụ ọ ga-egosịpụta onwe
ya nye ha n'okwu, na kwa
[b]n'ike, na omume kwa, ruo

39*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile e buru n'amụma ga-abịa.
*b* Ezik. 37:15–20; 2 Nif. 3:11–12.
*c* 1 Nif. 14:30.
40*a* 2 Nif. 26:16–17; 29:12. NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* Mọm 7:8–9.
*c* NGAN Bible.
*d* Hụ ibe akwụkwọ aha Akwụkwọ nke Mọmọn. Moses 1:6.
41*a* Ezik. 37:17.
*b* Deut. 6:4; Jọn 17:21–23; 2 Nif. 31:21.
*c* NGAN Onye-ọzụzụ-atụrụ Ọma.
42*a* OznỌd. 90:8–9; 107:33; 112:4.
*b* Jekọb 5:63.
*c* Luk 13:30; 1 Nif. 15:13–20.
**14** 1*a* 3 Nif. 16:6–13. NGAN Ndị Jentaịlụ.
*b* 1 Ndị-Tes. 1:5; 1 Nif. 14:14; Jekọb 6:2–3.

n'iwepụrụ ha [c]okwute mkpọbe-
ụkwụ ha nile —
2 Ma ghara imesi obi ha ike me-
gide Nwa-atụrụ nke Chineke, a
ga-agụnye ha n'etiti mkpụrụ-
afọ nke nna gị; e, a ga [a]agụnye
ha n'ime ụlọ nke Israel; ma ha
ga-abụ [b]ndị a gọziri agọzi n'elu
ala e kwere na nkwa ruo mgbe
nile; a gaghị akpọdata kwa ha
ọzọ n'ime ndọkpụ n'agha; ma
ụlọ nke Israel agaghị enwe kwa
mgbagwọju-anya ọzọ.
3 Ma nnukwu [a]olulu ahụ, nke
e gwuworo maka ha site n'aka
nnukwu nzukọ ahụ rụrụ arụ,
nke e hiwere site n'aka ekwensu
na ụmụ ya, ka o wee nwe ike
dupụ mkpụrụ-obi ụmụ nke
mmadụ gbada n'ala mụọ — e,
nnukwu olulu ahụ nke egwu-
woro maka mbibi ụmụ nke
mmadụ ga ejupụta na ndị gwu-
ru ya, ruo na mbibi ha nile
kpam kpam, ka Nwa-atụrụ nke
Chineke kwuru; ọ bụghị mbibi
nke mkpụrụ-obi, ma ọ bụghị
ilufu ya n'ime [b]ala mụọ ahụ
na-enweghị ọgwụgwụ.
4 N'ihi na lee, nke a bụ dịka
ndọkpụ n'agha nke ekwensu
siri dị, na kwa dịka ikpe ziri ezi
nke Chineke siri dị, ga-emeso
ndị nile ga-alụ ọlụ ajọọ-omume
na ihe arụ n'iru ya.
5 Ma o wee ruo na mụọ-ozi ahụ
gwara mụ, Nifaị okwu, na-asị: I
hụworị na ọbụrụ na ndị Jentaịlụ
echeghariạ ọ ga-adịrị ha mma;
ma ị matakwara gbasara ọgbụ-
gba-ndụ nile nke Onye-nwe nye
ụlọ nke Israel; ma ị nụwokwa
na onye ọbụla [a]na-echegharịghị
ga-alarịrị n'iyi.
6 [a]Ya mere, ahụhụ na-adịrị ndị
Jentaịlụ ma ọbụrụ na ha ga-eme-
si obi ha ike megide Nwa-atụrụ
nke Chineke ahụ.
7 N'ihi na oge na-abịa, ka Nwa-
atụrụ nke Chineke kwuru, mgbe
m ga-arụ [a]nnukwu na oke ọrụ
dị ịtụ-n'anya n'etiti ụmụ nke
mmadụ; ọrụ nke ga-adị ruo
mgbe nile na-adigide, n'otu aka
ma-ọbụ nke ọzọ — na ime ka ha
tụgharịa-obi nye udo na [b]ndụ
ebighi-ebi, ma-ọbụ nye nnapụta
nke ha ruo n'imesi-obi ha ike
na ikpu-isi nke echiche ha nile
ruo mgbe a ga-ewedata ha n'ime
ndọkpụ n'agha, na kwa baa na
mbibi, ma na nke arụ ma na nke
mụọ, [c]dịka ndọkpụ n'agha nke
ekwensu siri dị, nke m kwuwo-
ro maka ya.
8 Ma o wee ruo na mgbe mụọ-
ozi ahụ kwusịrị okwu ndị a, o
wee sị m: I chetara [a]ọgbụgba-
ndụ nile nke Nna nye ụlọ nke
Israel? A sịrị m ya, E.
9 Ma o wee ruo na ọ sịrị m: Lee,
ma hụ nnukwu nzukọ ahụ rụrụ

1*c* Aisa. 57:14; 1 Nif. 13:29, 34; 2 Nif. 26:20.
2*a* Ndị-Gal. 3:7, 29; 2 Nif. 10:18–19; 3 Nif. 16:13; 21:6, 22; Abr. 2:9–11.
*b* 2 Nif. 6:12; 10:8–14; 3 Nif. 16:6–7; 20:27.
3*a* 1 Nif. 22:14; OznỌd. 109:25.
*b* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ; Ala-mụọ.
5*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
6*a* 2 Nif. 28:32.
7*a* Aisa. 29:14; 1 Nif. 22:8; 2 Nif. 27:26; 29:1–2; OznỌd. 4:1. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
*b* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
*c* 2 Nif. 2:26–29; Alma 12:9–11.
8*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.

arụ, nke bụ nne nke ihe arụ nile, nke onye-nchọpụta ya bụ [a]ekwensu.
10 Ma ọ sịrị m: Lee e nwere nanị [a]nzukọ abụọ; nke mbụ bụ nzukọ-nsọ nke Nwa-atụrụ nke Chineke, ma [b]nke ọzọ bụ nzukọ nke ekwensu; ya mere, onye ọbụla na-esonyeghị nzukọ nke Nwa-atụrụ nke Chineke sonyere nnukwu nzukọ ahụ, nke bụ nne nke ihe arụ nile; ma-ọbụ onye [c]akwụnakwụna nke ụwa nile.
11 Ma o wee ruo na e lere m ma hụ onye akwụnakwụna nke ụwa nile, ma ọ nọdụrụ n'elu ọtụtụ [a]miri; ma [b]o nweere ike ọchịchị n'elu ụwa nile, n'etiti mba nile, ebo nile, asụsụ nile, na mmadụ nile.
12 Ma o wee ruo na a hụrụ m nzukọ-nsọ nke Nwa-atụrụ nke Chineke, na ọnụ-ọgụgụ ya dị [a]ole na ole, n'ihi ajọọ-omume na ihe arụ nile nke akwụnakwụna ahụ onye nọdụrụ n'elu ọtụtụ mmiri; otu o sila dị, a hụrụ m na nzukọ-nsọ nke Nwa-atụrụ ahụ, bụ ndị nsọ nke Chineke, nọ kwa n'elu [b]iru nile nke ụwa; ma ọnọdụ ha nwere n'elu ụwa dị ntakịrị, n'ihi ajọọ-omume nke nnukwu akwụnakwụna ahụ bụ onye m hụrụ.
13 Ma o wee ruo na a hụrụ m na nnukwu nne nke ihe arụ nile ahụ kpọkọtara igwe mmadụ n'elu iru nke ụwa nile, n'etiti mba nile nke ndị Jentaịlụ, [a]ịlụso Nwa-atụrụ nke Chineke ọgụ.
14 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, hụrụ ike nke Nwa-atụrụ nke Chineke, na ọ dakwasịrị n'elu ndị nsọ nke nzukọ-nsọ nke Nwa-atụrụ ahụ, na n'elu ndị ọgbụgba-ndụ nke Onye-nwe, ndị gbasasịrị n'elu iru nile nke ụwa; ma ngwa-ọgụ ha ji bụ ezi-omume na [a]ike nke Chineke n'ime nnukwu otuto.
15 Ma o wee ruo na a hụrụ m na oke iwe Chineke ka ọ [a]wụkwasịrị n'elu nnukwu nzukọ ahụ rụrụ arụ, nke mere na e nwere agha nile na asịrị agha nile n'etiti [b]mba nile na ebo nile nke ụwa.
16 Ma ka a malitere inwe [a]agha nile na asịrị agha nile n'etiti mba nile nke nne ihe arụ nile ahụ nwere, mụọ-ozi ahụ gwara m okwu, si: Lee oke iwe nke Chineke abịakwasịwo nne nke ndị akwụnakwụna; ma Lee, ị n'ahụ ihe ndị a nile—
17 Ma mgbe [a]ụbọchị ahụ ruru na [b]oke iwe ọkụ Chineke gawụkwasị n'elu nne nke ndị akwụnakwụna, nke bụ nnukwu nzukọ nke ihe arụ nke ụwa nile, nke onye-nchọpụta ya bụ ekwensu ahụ, e mesịa, n'ụbọchị

9*a* 1 Nif. 15:35; OznỌd. 1:35. NGAN Ekwensu.
10*a* 1 Nif. 22:23.
*b* 1 Nif. 13:4–6, 26.
*c* Mkpu. 17:5, 15; 2 Nif. 10:16.
11*a* Jer. 51:13; Mkpu. 17:15.
*b* OznỌd. 35:11.
12*a* Mat. 7:14; 3 Nif. 14:14; OznỌd. 138:26.
*b* OznỌd. 90:11.
13*a* Mkpu. 17:1–6; 18:24; 1 Nif. 13:5; OznỌd. 123:7–8.
14*a* Jekọb 6:2; OznỌd. 38:32–38.
15*a* OznỌd. 1:13–14.
*b* Mak. 13:8; OznỌd. 87:6.
16*a* 1 Nif. 22:13–14; Mọm 8:30.
17*a* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
*b* 1 Nif. 22:15–16.

ahụ, [c]ọrụ nke Nna ga-amalite,
n'idozi ụzọ maka imezu [d]ọgbụ-
gba-ndụ ya nile, nke o meworo
nye ndị ya bụ ndị nke ụlọ
nke Israel.
18 Ma o wee ruo na mụọ-ozi
ahụ gwara m okwu sị: Lee!
19 Ma e lere m ma hụ otu nwo-
ke, ma o yi uwe mwụda ọcha.
20 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m: Lee
[a]otu n'ime ndị-ozi iri na abụọ
nke Nwa-atụrụ ahụ.
21 Lee, ọ ga-ahụ ma dee ihe
nile ndị nke fọdụrụ; e, na kwa
ọtụtụ ihe ndị meworo.
22 Ma ọ ga kwa ede gbasara
ọgwụgwụ nke ụwa.
23 Ya mere, ihe ndị ọ ga-ede
zịrị-ezi bụrụ ezi-okwu; ma lee, e
dere ha n'ime [a]akwụkwọ ahụ
nke ị hụrụ si n'ọnụ nke ndị Juu
na-apụta; ma-ọbụ n'oge ak-
wụkwọ ahụ siri n'ọnụ ndị Juu
pụta, ihe ndị e dere dị mfe
nghọta na e nweghị ntụpọ, na
[b]oke mkpa na ịdị mfe nghọta
nye mmadụ nile.
24 Ma lee, ihe nile [a]onye-ozi
nke Nwa-atụrụ ahụ ga-ede bụ
ọtụtụ ihe ndị nke ị hụworo;
ma lee, ndị nke fọdụrụ ka ị
ga-ahụ.
25 Ma na ihe ndị ị ga-ahụ site
ugbua ị gaghị ede ha; n'ihi
na Onye-nwe Chineke echiwo
onye-ozi nke Nwa-atụrụ nke
Chineke ahụ echichi ka o wee
[a]dee ha.
26 Na kwa ndị ọzọ ndị biwo-
rọrịi, ha ka o gosịworo ihe nile,
ma ha edewo ha; ma [a]arachịrị
ha ka ha pụta n'ịdị ọcha, dịka
ezi-okwu ahụ nke dị n'ime
Nwa-atụrụ ahụ, mgbe oge dị
Onye-nwe mma zuru, nye ụlọ
nke Israel.
27 Ma mụ, Nifaị, nụrụ ma
gbaa aka-ebe, na aha nke onye-
ozi nke Nwa-atụrụ ahụ bụ [a]Jọn,
dịka okwu nke mụọ-ozi ahụ
siri dị.
28 Ma lee, mụ, Nifaị, e gbọchịrị
m na m ga-ede ihe ndị nke fọ-
dụrụ n'ihe ndị m hụrụ ma nụ;
ya mere, ihe ndị m deworo e
zuworo m; ma e dewo m nanị
akụkụ ntakịrị n'ihe ndị m hụrụ.
29 Ma a gbara m ama na a hụrụ
m ihe ndị [a]nna m hụrụ, na
mụọ-ozi nke Onye-nwe mere
ka m mata ha.
30 Ma ugbua, a na m eweta
okwu m n'isi njedebe gbasara
ihe ndị m hụrụ mgbe a kpọpụrụ
m n'ime mụọ; ma ọbụrụ na ede-
ghị m ihe nile nke m hụrụ, ihe
ndị m deworo bụ [a]ezi-okwu.
Ma otu a ka ọ dị. Amen.

## ISI 15

*Mkpụrụ-afọ nke Lihaị ga-enweta ozi-ọma ahụ site n'aka ndị Jentaịlụ n'ụbọchị ikpeazụ ndị a—Mkpọkọta nke Israel ka e jiri tụnyere osisi olive nke a ga-anyakodo kwa ngalaba o jiri pụta ụwa ọzọ—Nifaị wee*

17*c* 3 Nif. 21:7, 20–29.
NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
*d* Mọm 8:21, 41.
NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
20*a* Mkpu. 1:1–3; 1 Nif. 14:27.
23*a* 1 Nif. 13:20–24; Mọm 8:33.
*b* 1 Nif. 13:28–32.
24*a* Ita 4:16.
25*a* Jọn 20:30–31; Mkpu. 1:19.
26*a* 2 Nif. 27:6–23; Ita 3:21–27; 4:4–7; OznỌd. 35:18; A—JS 1:65.
27*a* Mkpu. 1:1–3.
29*a* 1 Nif. 8.
30*a* 2 Nif. 33:10–14.

*kọwa ọ́hụ̀ ahụ gbasara osisi nke ndụ ma kwuo okwu maka ikpe zịrị ezi nke Chineke n'ikewapụ ndị ajọọ omume site na ndị ezi-omume. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na mgbe mụ, Ni-
faị a kpọpụworo m n'ime mụọ,
ma hụ ihe nile ndị a, a laghachịrị
m n'ụlọ ikwuu nke nna m.
2 Ma o wee ruo na a hụrụ m
ụmụnne m, ma ha na-arụrịta
ụka otu na ibe ya gbasara ihe
ndị nke nna m gwaworo ha.
3 N'ihi na n'ezi-okwu ọ gwara
ha ọtụtụ nnukwu ihe, ndị siri
ike [a]nghọta, ma ọbụghị ma
mmadụ jụrụ Onye-nwe; ma e
be ha bụ ndị obi ike, ya mere ha
atụkwasịghị Onye-nwe obi ka
o si kwesi.
4 Ma ugbua mụ, Nifaị, nwere
mwuta n'ihi ịdị-ike nke obi ha,
na kwa, n'ihi ihe ndị m hụworo,
ma mata na ha ga-emezurịrị
n'enweghị mgbochị n'ihi ajọọ-
omume nke ụmụ nke mmadụ.
5 Ma o wee ruo na ume gwụrụ
m n'ihi mkpagbu m nile, n'ihi
na e chere m na [a]mkpagbu m
dị ukwuu karịa ihe nile, n'ihi
[b]mbibi nke ndị m, n'ihi na a
hụwo m ọdịda ha.
6 Ma o wee ruo na mgbe
m nwetaworo [a]ume, a gwara m
ụmụnne m okwu, chọọ ka m
mata ihe kpatara ịrụrịta ụka ha.
7 Ma ha sịrị: Lee, anyị enwe-
ghị ike ịghọta okwu ndị nke nna
anyị kwuworo gbasara ngalaba
e jiri pụta ụwa nke osisi olive
ahụ, na kwa gbasara ndị Jentaịlụ.
8 Ma a siri m ha: [a]Unu ajụwo
Onye-nwe?
9 Ma ha sịrị m: Anyị aka-eme-
ghị otu ahụ; n'ihi na Onye-nwe
anaghị eme ka anyị mata ihe
dị otu a.
10 Lee, a sịrị m ha: Olee otu o
siri bụrụ na unu anaghị edebe
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe?
Olee otu o siri bụrụ na unu
ga-ala-n'iyi, n'ihi [a]isi-ike nke
obi unu?
11 Unu anaghị echeta ihe ndị
ahụ Onye-nwe kwuworo?—
Ọbụrụ na unu ghara imesi obi
ike, ma [a]jụọ m n'okwukwe, kwe-
re na unu ga-enweta, jisie ike
n'idebe iwu-nsọ m nile,
n'ezie ihe ndị a nile ka a ga-eme
ka unu mata.
12 Lee, a sị m unu na ụlọ Israel
ka e jiri tunyere osisi-olive, site
n'ọnụ Mụọ nke Onye-nwe nke
dị n'ime nna anyị; ma lee, anyị
ewezugabeghị onwe anyị site
n'ụlọ nke Israel, ma-ọbụ na
anyị abụghị [a]ngalaba nke ụlọ
nke Israel?
13 Ma ugbua, ihe nke nna anyị
na-egosị gbasara nnyakọta nke
ngalaba e jiri pụta ụwa site
n'uju nke ndị Jentaịlụ, bụ, na
n'oge ikpeazụ, mgbe mkpụrụ-
afọ anyị [a]ga-alawọrịị azụ n'ekwe-
ghị ekwe, e, mgbe ọtụtụ afọ

**15** 3*a* 1 Ndị-Kọ 2:10–12; Alma 12:9–11.
5*a* NGAN Ihe Isi-ike.
*b* Inọs 1:13; Mọm 6:1.
6*a* Moses 1:10; A—JS 1:20, 48.
8*a* Mosa. 26:13; Alma 40:3. NGAN Ekpere.
10*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
11*a* Jemes 1:5–6; Inọs 1:15; Moro. 7:26; OznỌd. 18:18. NGAN Rịọ (Jụọ).
12*a* Jen. 49:22–26; 1 Nif. 10:12–14; 19:24. NGAN Lihaị, Nna nke Nifaị.
13*a* 1 Nif. 12:22–23; 2 Nif. 26:15.

gasịworo, ma ọtụtụ ọgbọ oge [b]Mesaịa ahụ ga-egosịpụta n'ụdị mmadụ n'anya ụmụ nke mmadụ, mgbe ahụ ka uju nke [c]ozi-ọma nke Mesaịa ahụ ga-abịa n'aka [d]ndị Jentaịlụ, ma site n'aka ndị Jentaịlụ wee ruo mkpụrụ-afọ anyị ndị nke fọdụrụ—
14 Ma n'ụbọchị ahụ ka [a]mkpụrụ-afọ anyị ndị nke fọdụrụ ga-amata na ha bụ nke ụlọ nke Israel, ma na ha bụ [b]ndị ọgbụgba-ndụ nke Onye-nwe; ma mgbe ahụ ka ha ga-amata ma bịa [c]n'ọmụma nke nna-nna ha, na kwa na ọmụma nke ozi-ọma nke Onye-mgbapụta ha, nke a kụziri ndị nna ha site n'aka ya; ya mere, ha ga-abịa n'ọmụma nke Onye-mgbapụta ha na isi-okwu ihe nile nke ozizi ya, na ha ga-amata otu ha ga-esị bịakwute ya ma bụrụ ndị azọpụtara.
15 Ma mgbe ahụ n'ụbọchị ahụ ha-agaghị añụrị ọñụ ma were otuto nye Chineke ha nke mgbe nile na-adigide, [a]nkume ha na nzọpụta ha? E, n'ụbọchị ahụ, ọ bụ na ha agaghị enweta ike na ọzụzụ ahụ site n'ezi [b]osisi vine? E, ọ bụ na ha agaghị abịa n'ime ezi ogige nke Chineke?
16 Lee, a sị m unu, E, a ga-echetakwa ha ọzọ n'etiti ụlọ nke Israel; a [a]ga-anyakọta ha, ebe ha bụ ngalaba e jiri pụta ụwa nke osisi olive ahụ, n'ime ezi osisi olive ahụ.
17 Ma nke a bụ ihe nna anyị na-egosị; ma ọ na-egosị na ọ gaghị emezu ruo mgbe e kposasịrị ha site n'aka ndị Jentaịlụ; ma o gosịrị na ọ ga esị n'aka ndị Jentaịlụ bịa, na Onye-nwe ga-egosị ike ya n'ebe ndị Jentaịlụ nọ, n'ihi otu ihe mere na a [a]ga-ajụ ịnabata ya na ndị Juu; ma-ọbụ n'ụlọ nke Israel.
18 Ya mere, nna anyị ekwughị okwu gbasara mkpụrụ-afọ anyị nanị, ma kwa nke ụlọ nke Israel nile, na-arụtụ aka na ọgbụgba-ndụ nke a ga-emezu n'ụbọchị ikpeazụ: bụ ọgbụgba-ndụ Onye-nwe meworo nye nna anyị Abraham, na-asị: N'ime [a]mkpụrụ-afọ gị ka ebo nile nke ụwa ga-enwe ngọzi.
19 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, gwara ha ọtụtụ okwu gbasara ihe ndị a; e, a gwara m ha okwu gbasara [a]mkpọghachị nke ndị Juu n'oge ikpeazụ.
20 Ma a gụgharịrị m nye ha okwu nke [a]Aịsaịa, onye kwuru okwu gbasara mkpọghachị nke ndị Juu, ma-ọbụ nke ụlọ nke Israel; ma mgbe a kpọghachịsịrị ha, ha a gaghị enwekwa mgbagwọ-ju-anya ọzọ, ma ha agaghị-agbasasị ọzọ. Ma o wee ruo na e kwuru m ọtụtụ okwu nye

13*b* NGAN Mesaia.
*c* NGAN Ozi-ọma.
*d* 1 Nif. 13:42; 22:5–10; OznỌd. 14:10. NGAN Ndị Jentaịlụ.
14*a* 2 Nif. 10:2; 3 Nif. 5:21–26; 21:4–7.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
*c* 2 Nif. 3:12; 30:5; Mọm 7:1, 9–10; OznỌd. 3:16–20. Hụ kwa ibe akwụkwọ aha Akwụkwọ nke Mọmọn.
15*a* NGAN Oke-nkume.
*b* Jen. 49:11; Jọn 15:1.
16*a* Jekọb 5:60–68.
17*a* NGAN Mkpọgide n'Obe.
18*a* Jen. 12:1–3; Abr. 2:6–11.
19*a* 1 Nif. 19:15. NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
20*a* 1 Nif. 19:23.

ụmụnne m, nke mere na ha
dajụrụ, ma mee onwe ha [b]umea-
la n'iru Onye-nwe.
21 Ma o wee ruo na ha gwara
m okwu ọzọ, sị: Gịnị ka ihe a
gosịrị nke nna anyị hụrụ na nrọ?
Gịnị ka [a]osisi ahụ gosịrị bụ nke
ọ hụrụ?
22 Ma a siri m ha: Ọ bụ ihe
nọchịtere anya [a]osisi nke ndụ
ahụ.
23 Ma ha siri m: Gịnị ka [a]okpo-
ro igwe ahụ pụtara bụ nke nna
anyị hụrụ, nke dugara n'osisi
ahụ.
24 Ma a siri m ha na ọ bụ
[a]okwu Chineke; na ndị ọbụla
ga-aña ntị n'okwu Chineke, [b]ma
jisie ya ike, ha agaghị ala n'iyi;
ọbụghị ma [c]ọnwụnwa na akụ
nile [d]na-enwu ọkụ nke [e]onye iro
ahụ ọ ga-enwe ike karịa ha nke
na ha ga-ekpu isi, ka e wee dupụ
ha ruo mbibi.
25 Ya mere, mụ, Nifaị, kwalite-
re mụọ ha ka ha [a]ñaa ntị n'okwu
nke Onye-nwe; e, a kwalitere
m mụọ ha site n'ume nile nke
mkpụrụ-obi m, ma jiri ọgụgụ-
isi nile nke m nwere, ka ha nwe
ike gee ntị n'okwu Chineke ma
cheta idebe iwu-nsọ ya nile oge
nile n'ihe nile.
26 Ma ha siri m: Gịnị ka [a]osi-
miri nke mmiri ahụ gosịrị nke
nna anyị hụrụ?
27 Ma a siri m ha na [a]mmiri nke
nna m hụrụ bụ [b]iru inyi; ma ebe
ọ bụ na uche obi ya ka e lomiri
n'ihe ndị ọzọ nkea mere na ọ
hụghị iru inyi nke mmiri ahụ.
28 Ma a siri m ha na ọ bụ [a]olulu
dị egwụ, nke kewara ndị ajọọ-
omume site n'osisi nke ndụ
ahụ, na kwa site na ndị-nsọ nke
Chineke.
29 Ma a siri m ha na ọ bụ ihe
nnọchịte anya nke [a]ala mụọ
ahụ dị egwụ, nke mụọ-ozi ahụ
gwara m na akwadoworo maka
ndị ajọọ-omume.
30 Ma a siri m ha na nna anyị
kwa hụrụ na [a]ikpe zịrị ezi nke
Chineke kewakwara ndị ajọọ
mmadụ site na ndị ezi-omume;
na ìhè ahụ dịka ìhè nke ọkụ na-
enwu enwu, nke narịgo elu rue
Chineke ruo mgbe nile na mgbe
nile ma onweghị ọgwụgwụ.
31 Ma ha siri m: Ihe a ọ pụtara
ahụhụ nke arụ n'ụbọchị nile nke
[a]mnwale, ma-ọbụ ọ pụtara ọnọ-
dụ ikpeazụ nke mkpụrụ-obi
mgbe arụ [b]na-anwụ anwụ nwụ-
sịrị, ma-ọbụ ọ na-ekwu maka
ihe nile nke na-anwụ anwụ?
32 Ma o wee ruo na a siri m ha
na ọ bụ ihe nnọchịte anya nke
ihe nile nke arụ ma nke mụọ;
n'ihi na ụbọchị ga-abịa na a
ga-ekpe ha ikpe [a]n'ọrụ ha nile,
e, ọbụna ọrụ nile ndị a rụrụ

20*b* 1 Nif. 16:5, 24, 39.
21*a* 1 Nif. 8:10–12.
22*a* 1 Nif. 11:4, 25; Moses 3:9.
23*a* 1 Nif. 8:19–24.
24*a* NGAN Okwu nke Chineke.
*b* 1 Nif. 8:30; 2 Nif. 31:20.
*c* 1 Nif. 8:23. NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
*d* Ndị-Efe. 6:16; OznỌd. 3:8; 27:17.
*e* NGAN Ekwensu.
25*a* OznỌd. 11:2; 32:4; 84:43–44.
26*a* 1 Nif. 8:13.
27*a* 1 Nif. 12:16.
*b* NGAN Inyi, Iru-inyi.
28*a* Luk 16:26; 1 Nif. 12:18; 2 Nif. 1:13.
29*a* NGAN Ala-mụọ.
30*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
31*a* Alma 12:24; 42:10; Hil. 13:38.
*b* Alma 40:6, 11–14.
32*a* NGAN Ọrụ nile.

na arụ na-anwụ anwụ n'ụbọchị
mnwale ha nile.
33 Ya mere, ọbụrụ na ha [a]ga-
anwụ n'ime ajọọ-omume ha,
ha ga-abụ ndị a ga [b]ekewapụ
kwa, maka ihe nile ndị bụ nke
mụọ, bụ nke gbasara ezi-omu-
me; ya mere, a ga-eweta ha
ka ha gụzoro n'iru Chineke, ka
[c]ekpe ha ikpe maka [d]ọrụ ha nile;
ma ọbụrụ na ọrụ ha na-abụrị iru
inyi, ha ga-abụ ndị [e]ruru inyi;
ma ọbụrụ na ha bụ ndị ruru
inyi ọ ga-abụ na ha agaghị [f]ebi
n'ime ala-eze nke Chineke; ọ
bụrụ na ọ dị otu a, ala-eze nke
Chineke ga abụrịrị kwa ebe
ruru inyi.
34 Ma lee, a sị m gị, ala-eze nke
Chineke [a]erughị inyi, ma onwe-
ghị ihe ọbụla ruru inyi ga-aba
n'ime ala eze Chineke; ya mere
a ga-enwerirị ebe ruru inyi e
doziri nye ihe nke ruru inyi.
35 Ma e nwere ebe e doziri,
e, ọbụna ebe dị egwụ nke [a]ala
mụọ ahụ nke m kwuworo, ma
[b]ekwensu bụ onye-nkwadobe
ya; ya mere ọnọdụ ikpeazụ nke
mkpụrụ-obi nke ndị mmadụ
ga-ebi n'ala-eze Chineke, ma-
ọbụ ekewapụ ha n'ihi [c]ikpe zịrị
ezi ahụ nke m kwuworo.
36 Ya mere, ndị ajọọ-omume
ka achụpụworo site na ndị
ezi-omume, na kwa site [a]n'osisi
nke ndụ, nke mkpụrụ ya
dịkarịrị oke mkpa na-adị kwa
[b]mmasị karịa mkpụrụ-osisi ndị
ọzọ nile; e, ọ bụ ihe [c]kachasị
[d]onyinye nile nke Chineke. Ma
otu a ka m gwara ụmụnne m
okwu. Amen.

## ISI 16

*Ndị ajọọ-mmadụ weere ezi-okwu ahụ ka ihe siri ike—Ụmụ nwoke Lihaị wee lụọ ụmụ-ada Ịshmel—Liahona ahụ na-eduzi ha ụzọ n'ime ọzara—Ozi nile si n'ebe Onye-nwe nọ ka e dere n'elu Liahona site n'oge ruo n'oge—Ịshmel wee nwụọ; ezi na ụlọ ya na-atamu n'ihi ọtụtụ mkpagbu. Ihe dịka n'afọ 600 ruo 592 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
mụ, Nifaị, gwasịworo ụmụnne
m okwu, lee ha sịrị m: I gwawo
anyị ihe siri ike, karịa ka anyị
nwere ike ịnagide.
2 Ma o wee ruo na a sịrị m ha
na a ma m na-ekwuwo m ihe siri
ike megide ndị ajọọ mmadụ,
dịka ezi-okwu ahụ siri dị; ma
ndị ezi-omume ka m kpeworo
ikpe ziri-ezi, ma gbaa kwa ama,
na a ga-ebuli ha elu n'ụbọchị
ikpeazụ; ya mere, [a]ndị-ikpe mara

33*a* Mosa. 15:26; Moro. 10:26.
*b* Alma 12:12–16; 40:26.
*c* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*d* 3 Nif. 27:23–27.
*e* 2 Nif. 9:16; OznỌd. 88:35.
*f* Abụọma 15:1–5; 24:3–4; Alma 11:37; OznỌd. 76:50–70; Moses 6:57.
34*a* NGAN Inyi, Iru-inyi.
35*a* 2 Nif. 9:19; Mosa. 26:27. NGAN Ala-mụọ.
*b* 1 Nif. 14:9; OznỌd. 1:35.
*c* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
36*a* Jen. 2:9; 2 Nif. 2:15.
*b* 1 Nif. 8:10–12; Alma 32:42.
*c* OznỌd. 6:13.
*d* OznỌd. 14:7. NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
**16** 2*a* Jọn 3:20; 2 Nif. 33:5; Inọs 1:23; Hil. 14:10. NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.

na-ewere [b]ezi-okwu ahụ ka ihe
siri ike, n'ihi na o [c]gbutawo ha
ruo n'etiti.
3 Ma ugbua ụmụnne m, ọbụrụ
na unu bụ ndị ezi-omume ma
jikere Ị ñа ntị n'ezi okwu ahụ,
ma tinye uchu n'ime ya, ka
unu wee na a [a]ga n'ịkwụ-ọtọ
n'iru Chineke, mgbe ahụ unu
agaghị atamu n'ihi ezi-okwu
ahụ, na asị: I na-ekwu ihe siri
ike megide anyị.
4 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
gbara ụmụnne m ume, site
n'ume m nile, ka ha na-edebe
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe.
5 Ma o wee ruo na ha mere
onwe ha [a]umeala n'iru Onye-
nwe, nke mere na e nwere m
ọñụ na nnukwu olile anya n'ebe
ha nọ, na ha ga-aga n'ụzọ nile
nke ezi-omume.
6 Ugbua, ihe nile ndị a ka e
kwuru ma mee n'oge nna m biri
n'ụlọ ikwuu dị na ndagwụrụ-
gwụ nke ọ kpọrọ Lemuel.
7 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
kpọọrọ otu [a]nwa-ada nke Ịshmel
ka ọ bụrụ [b]nwunye m; na kwa,
ụmụnne m ndị nwoke kpọọrọ
site na ụmụada Ịshmel ka ha
bụrụ ndinwunye ha; na kwa
[c]Zorọm kpọọrọ isi nwa-ada
Ịshmel ka ọ bụrụ nwunye ya.
8 Ma site otu a nna m emezu-
wọrị iwu-nsọ nile nke Onye-
nwe ndị nke enyeworo ya. Na
kwa, mụ, Nifaị, ka Onye-nwe
gọziworo karịsịa.
9 Ma o wee ruo na olu nke
Onye-nwe gwara nna m okwu
n'abalị, ma nye ya iwu na n'echi
ya ọ ga amalite njem ya n'ime
ọzara ahụ.
10 Ma o wee ruo na dịka nna
m na-ebili n'ụtụtụ, ma ga n'iru
n'ụzọ ụlọ ikwuu ahụ, na nnu-
kwu ịtụ n'anya nye ya, o wee
hụ n'elu ala [a]bọl dị gburu-gburu
nke aka ọlụ ya dị ịtụ n'anya;
ma-ọbụ kwa ezigbo bras. Ma
n'ime bọl ahụ e nwere mkpịsị
ikuku oghọ abụọ; ma otu na-atụ
aka n'ebe anyị ga-esị gaa n'ime
ọzara ahụ.
11 Ma o wee ruo na anyị
chịkọtara ihe nile ọbụla anyị
kwesịrị ibu baa n'ime ọzara
ahụ, na ihe oriri fọdụrụ ndị nke
Onye-nwe nyeworo anyị; ma
anyị werekwara mkpụrụ-osisi
n'ụdị ọbụla anyị nwere ike ibute
baa n'ime ọzara ahụ.
12 Ma o wee ruo na anyị were-
kwara ụlọ-ịkwuu anyị ma bilie
ije n'ime ọzara ahụ, gafee osi-
miri Leman ahụ.
13 Ma o wee ruo na anyị gara
njem ogologo ụbọchị anọ, ọ
fọdụrụ ntakịrị ka ọbụrụ ofe
ndịda-ndịda ọwụwa anyanwụ,
ma anyị rụnyere ụlọ ikwuu anyị
ọzọ; ma anyị kpọrọ aha ebe ahụ
Sheza.
14 Ma o wee ruo na anyị weere
ụta anyị nile na akụ anyị nile,
ma banye n'ime ọzara ahụ igbu-
tere ezi na ụlọ anyị ihe oriri, ma

2*b* Ilu 15:10;
2 Nif. 1:26; 9:40;
Hil. 13:24–26.
*c* Ọlndoz. 5:33;
Mosa. 13:7.
3*a* OznỌd. 5:21.
NGAN Jee-ije, Soro
Chineke Jegharịa.
5*a* 1 Nif. 16:24, 39; 18:4.
7*a* 1 Nif. 7:1.
*b* NGAN Luọ Alụlụ,
Ọlụlụ Di na Nwunye.
*c* 1 Nif. 4:35;
2 Nif. 5:5–6.
10*a* Alma 37:38–46.
NGAN Liahona.

mgbe anyị gbutechara ihe oriri maka ezi na ụlọ anyị nile, anyị wee laghachị ọzọ n'ebe ezi na ụlọ anyị nọ n'ime ọzara, ruo n'ebe ahụ bụ Sheza. Ma anyị gabakwara ọzọ n'ime ọzara ahụ, sorokwa otu ụzọ ahụ, na-aga n'akụkụ kacha mma ịmị mkpụrụ nke ọzara ahụ, nke dị n'okeala nile dị nso [a]Oke Osimiri Uhie.

15 Ma o wee ruo na anyị gara njem ogologo ọtụtụ ụbọchị, naegbuta ihe oriri n'ụzọ, jiri ụta anyị nile na akụ anyị nile na okwute anyị nile na eriri-ébè anyị nile.

16 Ma anyị soro [a]ntụzi-aka ụzọ nke bọl ahụ, nke duru anyị na-aga n'ebe kachasị mma ịmị mkpụrụ nke ọzara ahụ.

17 Ma mgbe anyị gaworo njem ogologo ọtụtụ ụbọchị, anyị rụnyere ụlọ ikwuu anyị na nwa ogologo oge, ka anyị zuo ike ọzọ ma nweta ihe oriri nye ezi na ụlọ anyị.

18 Ma o wee ruo na dịka mụ, Nifaị, gara igbute ihe oriri, lee, a gbajịrị m ụta m, nke e jiri ezigbo [a]igwe mee; ma mgbe m gbajiworo ụta m, lee, ụmụnne m were iwe n'ebe m nọ maka mmebi nke ụta m, n'ihi na anyị enwetaghị ihe oriri.

19 Ma o wee ruo na anyị laghachịkwutere ezi na ụlọ anyị na-ejighi ihe oriri, ma ebe ọbụ na ike gwụrụ ha nke ukwuu, site na njem ha, ha tara nnukwu ahụhụ maka e nweghị ihe oriri.

20 Ma o wee ruo na Leman na Lemuel na ụmụ Ịshmel ndị nwoke malitere ịtamu karịa, n'ihi ahụhụ nile na mkpagbu nile ha n'ime ọzara ahụ; na kwa nna m malitere ịtamu megide Onye-nwe bụ Chineke ya; e, ma ha nile nọ na mwute karịa, nke mere na ha tamuru megide Onye-nwe.

21 Ugbua o wee ruo na mụ, Nifaị, ebe ọbụ na m nọ na nsogbu mụ na ụmụnne m n'ihi nmebi nke ụta m mebiri, na kwa ụta ha tufuworo eriri-ọdụdọ ha, ihe wee malite isi ike karịa, e, nke mere na anyị enweghị ike inweta ihe oriri.

22 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, gwara ụmụnne m nwoke okwu ọtụtụ okwu, n'ihi na ha emesiwokwa obi ha nile ike ọzọ, nke mere na ha [a]kpesara mkpesa megide Onye-nwe bụ Chineke ha.

23 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, mepụtara ụta site n'osisi, ma site na mkpịsị osisi guzoro kwem, akụ; ya mere, e jikere m onwe m n'ijide ụta na akụ, n'ijide eririébè na ijide ọtụtụ okwute. Ma a siri m [a]nna m: O lee ebe m ga-eje inweta ihe oriri?

24 Ma o wee ruo na ọ [a]jụtara n'aka Onye-nwe, n'ihi na ha ewedatawọrị onwe ha n'ihi okwu m nile; n'ihi na e kwuuru m ha ọtụtụ ihe site n'ike nile nke mkpụrụ-obi m.

25 Ma o wee ruo na olu nke Onye-nwe bịaruru nna m, ma

---

14*a* OznỌd. 17:1.
16*a* 1 Nif. 16:10, 16, 26; 18:12; Alma 37:38–46.
18*a* 2 Sam. 22:35.
22*a* Ọpụ. 16:8; Ọnọgụ. 11:1.
23*a* Ọpụ. 20:12; Mosa. 13:20.
24*a* NGAN Ekpere.

a tara ya [a]ahụhụ n'ezie n'ihi
ntamu ya megide Onye-nwe,
nke mere na e wedatara ya
n'ime omimi nile nke mwute.
26 Ma o wee ruo na olu nke
Onye-nwe sịrị ya: Lekwasị anya
na bọl ahụ, ma lee ihe ndị e dere.
27 Ma o wee ruo na mgbe nna
m hụrụ ihe ndị e dere n'elu bọl
ahụ, ọ tụrụ egwụ ma maakwa
jijiji karịa, na kwa ụmụnne m
ndị nwoke na ụmụ Ịshmel ndị
nwoke na ndị nwunye anyị.
28 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
hụrụ ntụ-aka nile dị n'ime bọl
ahụ, na ha na-arụ ọrụ dịka
[a]okwukwe na ume na ịña ntị
nke anyị nyere ha.
29 Ma e dekwara n'elu ha ihe
odide ọhụrụ nke dị mfe ọgụgụ,
nke nyere anyị [a]nghọta gbasara
ụzọ nile nke Onye-nwe; ma e
dere ya ma na-agbanwe ya site
n'oge ruo n'oge, dịka otu okwu-
kwe na ume nke anyị nyere
ya ha. Ma otu a ka anyị siri hụ
na site na [b]ihe ntakịrị ka Onye-
nwe na-esị ewepụta nnukwu
ihe nile.
30 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
gara rigo n'elu ugwu, dịka ntụ-
zi-aka nke e nyere site na bọl
ahụ siri dị.
31 Ma o wee ruo na e gburu m
anụ ọhịa, nke mere na enwetara
m ihe oriri maka ezi na ụlọ anyị
nile.
32 Ma o wee ruo na a laghachị-
rị m n'ụlọ ikwuu anyị, buru anụ
ndị ahụ m gbuworo; ma ugbua,
mgbe ha hụrụ na m e wetawo
ihe oriri, lee nnukwu ọñụ ha
nwere! Ma o wee ruo na ha mere
onwe ha umeala n'iru Onye-
nwe, ma nye ya ekele.
33 Ma o wee ruo na anyị mali-
tere njem anyị ọzọ, na-aga ọfọ-
dụrụ ntakịrị ka ọ bụrụ otu ụzọ
dịka na mmalite; ma mgbe anyị
gaworo njem ọtụtụ ụbọchị anyị
rụnyere ụlọ ikwuu anyị ọzọ,
ka anyị wee nọrọ nwa oge na
adịghị anya.
34 Ma o wee ruo na [a]Ịshmel
nwụrụ, ma e liri ya n'ebe a
na-akpọ Nahọm.
35 Ma o wee ruo na ụmụ-ada
nile nke Ịshmel ruru uju karịa,
n'ihi ọnwụ nke nna ha, na n'ihi
[a]mkpagbu ha nile n'ime ọzara
ahụ; ma ha tamuru megide nna
m, n'ihi na ọ bụ ya kpọpụtara
ha site n'ala Jerusalem, na asị:
Nna anyị anwụwo, e, ma anyị
awaghariwo hienne n'ime ọza-
ra, ma anyị atawo ahụhụ oke
mkpagbu, agụụ, akpịrị-ịkpọ-
nkụ, na ike ọgwụgwụ, ma mgbe
ahụhụ ndị a nile gasịrị, anyị
ga-anwụrịrị n'ime ọzara a site
na agụụ.
36 Ma otu a ka ha tamuru
megide nna m, na kwa megide
m; ma ha chọsịrị ike ịlaghachị
Jerusalem ọzọ.
37 Ma Leman sịrị Lemuel na
kwa ụmụ nwoke nke Ịshmel:
Lee, [a]ka anyị gbuo nna anyị, na
kwa nwanne anyị nwoke, Nifaị,
onye meworo onwe ya [b]onye

25*a* Ita 2:14.
NGAN Taa-Ahụhụ, Na-ata Ahụhụ.
28*a* Alma 37:40.
NGAN Okwukwe.
29*a* NGAN Nghọta.
*b* 2 Ndez. 5:13; Jemes 3:4; Alma 37:6–7, 41; OznỌd. 123:16.
34*a* 1 Nif. 7:2–6.
35*a* NGAN Ihe Isi-ike.
37*a* 1 Nif. 17:44.
NGAN Igbu-mmadụ.
*b* Jen. 37:9–11; 1 Nif. 2:22; 18:10.

ọchịchị na onye-nkuzi anyị, bụ
ụmụnne ya nwoke ndị tọrọ ya.
38 Ugbua, ọ na-ekwu na Onye-
nwe agwawo ya okwu, na kwa
na [a]ndị mụọ-ozi abịakwutewo
ma kuziere ya ihe. Mana lee,
anyị ma na ọ bụ okwu ụgha ka
ọ gwara anyị; ma ọ na-agwa
anyị ihe ndị a, ma ọ na-arụ
ọtụtụ ihe site na nka nke aghụ-
ghọ ya, ka o wee megharịa anyị
anya, na-eche, mgbe ụfọdụ, na
ya nwere ike idufu anyị n'ime
ọzara nke na-amaghị anyị arụ;
ma mgbe o dufuworo anyị, o
chewo ime onwe ya eze na
onye-ọchịchị nke anyị, na ọ
ga-emeso anyị dịka ọchịchọ na
mmasị ya siri dị. Ma n'ụdị dị otu
a ka nwanne m nwoke Leman
siri kpasuo ha iwe n'obi.
39 Ma o wee ruo na Onye-nwe
nọnyere anyị, e, ọbụna olu nke
Onye-nwe bịara gwa ha ọtụtụ
okwu, ma ọ tara ha [a]ahụhụ
karịa; ma mgbe a tasịrị ha ahụhụ
site n'olu nke Onye-nwe ha chi-
furu iwe ha, ma ha chegharịrị
site na mmehie ha nile, nke mere
na Onye-nwe gọzikwara anyị
ọzọ site n'ihe oriri, nke mere na
anyị alaghị n'iyi.

## ISI 17

*Nifaị ka e nyere iwu ka o wuo ụgbọ mmiri—Ụmụnne ya guzoro megide ya—O wee rịọ ha site n'ịkọgharịrị ha akụkọ mmekọrịta nke Chineke na ụmụ Israel—E mejupụtara Nifaị n'ike nke Chineke—E kweghị ka ụmụnne ya metụ ya aka, ka ha ghara ịkpọnwụ dịka ahịhịa kpọrọ nkụ. Ihe dịka n'afọ 592 ruo 591 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na anyị malite-
kwara njem anyị ọzọ n'ime ọza-
ra; ma anyị gara njem ihe dịka
akụkụ ọwụwa-anyanwụ site
n'oge ahụ gaa n'iru. Ma anyị
gara njem ma gafee oke ntara m
ahụhụ n'ime ọzara ahụ, ma
ndịnyom anyị mụrụ ụmụ n'ime
ọzara ahụ.
2 Ma nnukwu ngọzi nke Onye-
nwe nọ n'arụ anyị, nke mere na
mgbe anyị na-adị ndụ site n'iri
[a]anụ ndụ n'ime ọzara ahụ, ndị-
nyom anyị na-enye ụmụaka ha
ara nke ukwuu, ma gbasie ike,
e, ọbụna dị kwa ka ndị nwoke;
ma ha malitere na-edi njem ha
nile na-enweghị ntamu.
3 Ma otu a anyị hụrụ na iwu-
nsọ nile nke Chineke ka a ga-
edebezurịrị. Ma ọ bụrụ na ụmụ
nke mmadụ [a]edebe iwu-nsọ nile
nke Chineke ọ na-enyeju ha
afọ, ma nye ha ike, ma họpụta
ụzọ ha ga-eji mezuo ihe nke o
nyeworo ha n'iwu; ya mere, o
[b]họpụtara anyị ụzọ mgbe anyị
na-ebi n'ime ọzara.
4 Ma anyị biri ogologo ọtụtụ
afọ, e, ọbụna afọ asatọ n'ime
ọzara ahụ.
5 Ma anyị bịaruru n'ala nke
anyị kpọrọ Uju, n'ihi nnukwu
mkpụrụ-osisi jupụtara na ya na
kwa mmanụ añụ ọhịa; ma ihe
ndị a nile ka Onye-nwe jiri aka
ya dozie ka anyị ghara ịla n'iyi.

38*a* 1 Nif. 3:30–31; 4:3.
39*a* NGAN Taa-Ahụhụ, Na-ata Ahụhụ.
**17** 2*a* 1 Nif. 17:12.
3*a* Mosa. 2:41; Alma 26:12. NGAN Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
*b* 1 Nif. 3:7.

Ma anyị hụrụ oke osimiri ahụ,
nke anyị kpọrọ Ịriantọm, nke bụ
ma a sụgharia ya, ọtụtụ mmiri.
6 Ma o wee ruo na anyị rụnye-
re ụlọ ikwuu anyị n'akụkụ oke
osimiri ahụ; ma na-agbanyeghị
na anyị atawo ahụhụ ọtụtụ
[a]mkpagbu na ihe-isi-ike, e, ọbụna
nke mere na anyị enweghị ike
ide ha nile, anyị jupụtara n'obi
ụtọ oge anyị bịaruru n'akụkụ
oke-osimiri ahụ; ma anyị kpọrọ
ebe ahụ Uju, n'ihi mkpụrụ-osisi
jupụtara ya.
7 Ma o wee ruo na mgbe mụ,
Nifaị, nọworo n'ala Uju ahụ ruo
ogologo ọtụtụ ụbọchị, olu nke
Onye-nwe bịakwutere m, na-asị:
Bilie, ma gbago n'elu ugwu ahụ.
Ma o wee ruo na e biliri m ma
rigoro n'ụgwụ ahụ, ma bekuo
Onye-nwe.
8 Ma o wee ruo na Onye-nwe
gwara m okwu, na-asị: I ga-arụ
ụgbọ mmiri, [a]n'ụdị m ga egosị
gị, nke ga-eme na m ga-eburu
ndị gị bufee ha mmiri ndịa nile.
9 Ma a siri m: Onye-nwe, olee
ebe m ga-eje ka m wee nweta
ntụ-igwe m ga-agbaze, nke m
ga-eji mee ngwa-ọrụ m ji arụ
ụgbọ mmiri ahụ n'ụdị nke i
gosịworo m?
10 Ma o wee ruo na Onye-nwe
gwara m ebe m ga-eje ịchọta
ntụ-igwe, nke m ga-eji mee
ngwa-ọrụ.
11 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
kwara ọtụtụ mfụ-ọkụ nke m ga-
eji fee ọkụ, site na akpụkpọ
anụ; ma mgbe m mepụtaworo
otu mfụ-ọkụ, nke ga-eme ka m
nwe ihe m ga-eji fee ọkụ, a
kụkọtara m okwute abụọ ka m
jiri menwuo ọkụ.
12 N'ihi na Onye-nwe adịbeghị
mgbe o nyere anyị ike imenwu
oke ọkụ, n'oge nile anyị na-aga
njem n'ime ọzara ahụ; n'ihi ọ
siri: M ga-eme ka ihe oriri gị
na-atọ ụtọ, ka [a]unu ghara isi ya
esị;
13 Ma a ga m abụkwa ìhè gị
n'ime ọzara ahụ; ma a ga m
[a]edozi ụzọ n'iru gị, ma ọ bụrụ
na unu ga-edebe iwu-nsọ m
nile; ya mere, ọ bụrụ na unu
ga-edebe iwu-nsọ m nile a ga-
edu unu chee iru [b]n'ala e kwere
na nkwa; ma [c]unu ga-ama na
mụ, bụ onye na-edu unu.
14 E, ma Onye-nwe sị kwara
na: Mgbe unu ruteworo n'ala
nke e kwere na nkwa, unu [a]ga-
amata na Mụ, Onye-nwe, a bụ
mụ [b]Chineke; ma na mụ, Onye-
nwe, napụtara gị n'aka mbibi;
e, na mụ dupụtara gị site n'ala
Jerusalem.
15 Ya mere, mụ, Nifaị, gbalịrị
ike m idebe iwu-nsọ nile nke
Onye-nwe, ma a gbara m ụmụn-
ne m ume baa na ntụkwasị-obi
na irụsi ọrụ ike.
16 Ma o wee ruo na m mepụ-
tara ngwa-ọrụ site na ntụ-igwe
nke m gbazere site na nkume.
17 Ma mgbe ụmụnne m hụrụ
na m chọrọ [a]iwu ụgbọ-mmiri, ha
malitere ịtamu megide m, sị:
Nwanne anyị nwoke bụ onye
nzuzu, n'ihi na ọ na-eche na ọ

6*a* 2 Nif. 4:20.
8*a* 1 Nif. 18:2.
12*a* 1 Nif. 17:2.
13*a* Alma 37:38–39.
*b* 1 Nif. 2:20; Jekọb 2:12.
*c* Ọpụ. 6:7.
14*a* 2 Nif. 1:4. NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
*b* OznỌd. 5:2.
17*a* 1 Nif. 18:1–6.

ga-ewuli ụgbọ mmiri; e, ma o chekwara na o nwere ike ịgafe-nnukwu mmiri nile ndị a.

18 Ma otu a ka ụmụnne m kpesara mkpesa megide m, ma ha chọsiri ike ka ha ghara ịrụ ọrụ, n'ihi na ha ekweghị na m ga-enwe ike iwu ụgbọ mmiri; ọbụghị na ha ga-ekweta na m natara ntụzi-aka nke Onye-nwe.

19 Ma ugbua o wee ruo na mụ, Nifaị, nwere mwuta karịa n'ihi isi-ike nke obi ha nile; ma ugbua mgbe ha hụrụ na m nwere mwuta ha nwere añụrị n'obi ha; nke mere na ha [a]ñụrịrị ọñụ n'ihi m na asị: Anyị maara na ị gaghị enwe ike iwu ụgbọ mmiri, n'ihi anyị maara na inweghị ike ime mkpebi; ya mere, ị gaghị enwe ike ịrụchapụ nnukwu ọrụ a.

20 Ma ị dị ka nna anyị, onye duhiere onwe ya site [a]n'echiche nzuzu nke obi ya; e, o dupụtara anyị site n'ala Jerusalem, ma anyị awagharịwo n'ime ọzara ọtụtụ afọ; ma ndịnyom anyị arụwo oke ọrụ, ebe ha buru íbù nke ibu nwa n'afọ; ma ha amụwo ụmụ n'ime ọzara ma taa ahụhụ n'ụzọ nile, ma e wezuga ọnwụ; ma ọ gaara aka mma ma asị na ha nwụrụ tutu ha esị na Jerusalem pụta karịa na ha tara ahụhụ na mkpagbu nile a.

21 Lee, ọtụtụ afọ ndị a anyị atawo ahụhụ n'ime ọzara, bụ oge anyị nwere i ji nwe ọñụ n'ihe onwunwe anyị na ala nke nketa anyị; e, anyị gaara enwe obi ụtọ.

22 Ma anyị ma na ndị ahụ bi n'obodo Jerusalem bụ [a]ndị ezi-omume; n'ihi na ha na edebe iwu nile na ikpe nile nke Onye-nwe, na iwu-nsọ ya nile, dịka iwu Moses siri dị; ya mere, anyị ma na ha bụ ndị ezi-omume; ma nna anyị ekpewo ha ikpe, ma o duhiere anyị n'ihi na anyị ñara ntị n'okwu ya nile; e, ma nwanne anyị nwoke dị kwa ka ya. Ma n'ụdi asụsụ a ka ụmụnne m tamuru ma kpesa mkpesa megide anyị.

23 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, gwara ha okwu, sị: Unu kwere na nna anyị ha, bụ ụmụ Israel, gaara abụ ndị edupụtara site n'aka ndị Ijipt ma ọ bụrụ na ha añaghị ntị n'okwu nile nke Onye-nwe?

24 E, unu chere na a gaara edupụta ha site n'ịbụ-oru, ọbụrụ na Onye-nwe enyeghị Moses iwu na ọ ga [a]edupụta ha site n'ịbụ-oru?

25 Ugbua unu matara na ụmụ Israel nọọrọ [a]n'ịbụ-oru, ma unu matara na e mere ka ha na-arụ otutụ [b]oke ọrụ, nke bụ ibu-àrịrị siri-ike ibu; ya mere, unu matara na ọ bụ ihe dịrị ha mma n'ezie, na a ga-akpọpụta ha site n'ịbụ-oru.

26 Ugbua unu ma na [a]Moses ka Onye-nwe nyere iwu ịrụ nnukwu ọrụ ahụ, ma unu matara na site [b]n'okwu ya mmiri nile nke Oke Osimiri Uhie kewara ebe a

19*a* NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.
20*a* 1 Nif. 2:11.
22*a* 1 Nif. 1:13.
24*a* Ọpụ. 3:2–10; 1 Nif. 19:10; 2 Nif. 3:9; 25:20.
25*a* Jen. 15:13–14.
*b* Ọpụ. 1:11; 2:11.
26*a* Ọlndoz. 7:22–39.
*b* Ọpụ. 14:21–31; 1 Nif. 4:2; Mosa. 7:19; Hil. 8:11; OznỌd. 8:3; Moses 1:25.

na ebe ọzọ, ma ha gafere n'ala akọrọ.
27 Ma unu ma na ndị Ijipt rugburu n'ime Oke Osimiri Uhie ahụ, bụ ndị-agha Fero.
28 Ma unu ma kwa na e jiri [a]manna zụọ ha n'ime ọzara.
29 E, unu ma kwa na Moses, site n'okwu ya dịka ike nke Chineke nke dị n'ime ya, [a]tiri okporo na nkume, mmiri wee pụta site n'ime ya, ka ụmụ Israel wee tajụọ akpịrị kpọrọ ha nkụ.
30 Ma na-agbanyeghị na e duru ha, Onye-nwe Chineke ha, Onye-mgbapụta ha, na-aga n'iru ha, na-edu ha n'ehihie ma na-enye ha ìhè n'abalị, ma na-emere ha ihe nile bụ ihe ndị [a]kwesịrị na mmadụ ga-enweta, ha mesịrị obi ha ike ma kpuo isi n'uche ha, ma [b]mee mkwutọ megide Moses na megide Chineke nke ezi-okwu ahụ dị ndụ.
31 Ma o wee ruo na dịka okwu ya siri dị [a]o bibiri ha; ma dịka okwu ya si dị o [b]duru ha; ma dịka okwu ya siri dị o meere ha ihe nile; ma ọ dịghị ihe ọbụla e mere ma ọbụghị site n'okwu ya.
32 Ma mgbe ha gafere osimiri Jọdan ahụ o mere ka ha sie ike [a]ịchụpụ ụmụ nwe ala, e, ruo n'ịgbasasị ha baa na mbibi.
33 Ma ugbua, unu chere na ụmụ nwe ala, bụ ndị nọ n'ala e kwere na nkwa, bụ ndị nna anyị ha chụpụworo, unu chere na ha bụ ndị ezi-omume? Lee, a si m unu, E-e.
34 Unu chere na nna anyị ha gaara abụ ndị ahọtara karịa ha ma ọ bụrụ na ha bụ ndị ezi-omume? A sị m unu, E-e.
35 Lee, Onye-nwe weere [a]anụ arụ nile dịka otu; onye ọbụla bụ onye [b]ezi-omume ka Chineke na-emere omume [c]afọ ọma. Ma lee, ndị a ajụwo okwu nile nke Chineke, ma ha achawo n'ime ajọọ-omume; ma uju nke oke iwe nke Chineke abịakwasịwo ha; ma Onye-nwe abụwo ala ahụ ọnụ megide ha, ma gọzie ya nye nna anyị ha; e, ọ bụrụ ya ọnụ megide ha maka mbibi ha, ma ọ gọziri ya nye nna anyị ha ruo ha inweta ike inweta ya.
36 Lee, Onye-nwe [a]ekewo [b]ụwa ka ọ bụrụ ebe [c]obibi; ma o kewo ụmụ ya ka ha wee nwere ya.
37 Ma o [a]welitawo mba ndị ezi-omume elu, ma bibie mba nile nke ndị ajọọ-omume.
38 Ma ọ na-edụba ndị ezi-omume baa n'ime [a]ala dị oke-ọnụ-ahịa, ma ndị ajọọ-omume ka ọ [b]na-ebibi, ma bụọkwara ha ala ọnụ n'ihi ha.

---

28*a* Ọpụ. 16:4, 14–15, 35; Ọnọgụ. 11:7–8; Deut. 8:3; Mosa. 7:19.
29*a* Ọpụ. 17:6; Ọnọgụ. 20:11; Deut. 8:15; 1 Nif. 20:21.
30*a* OznỌd. 18:18; 88:64–65.
*b* Ọpụ. 32:8; Ọnọgụ. 14:2–3; Ezik. 20:13–16; OznỌd. 84:23–25.
31*a* Ọnọgụ. 26:65.
*b* 1 Nif. 5:15; OznỌd. 103:16–18.
32*a* Ọnọgụ. 33:52–53; Josh. 24:8.
35*a* Ọlndoz. 10:15, 34; Ndi Rom 2:11; 2 Nif. 26:23–33.
*b* Abụọma 55:22; 1 Nif. 22:17.
*c* 1 Sam. 2:30; Abụọma 97:10; 145:20; Alma 13:4; OznỌd. 82:10.
36*a* ngan Kee, Okike.
*b* ngan Ụwa.
*c* Aisa. 45:18; Abr. 3:24–25.
37*a* Ilu 14:34; 1 Nif. 4:13; Ita 2:10; OznỌd. 117:6.
38*a* ngan Ala e Kwere na Nkwa.
*b* Lev. 20:22.

39 O na-achị n'ebe dị elu n'elu-igwe, n'ihi o bụ oche-eze ya, ma elu ụwa nke a bụ [a]ebe mgba-kwasa ụkwụ ya.

40 Ma ọ na-ahụ n'anya ndị ga-ewe ya ka Ọ bụrụ Chineke ha. Lee, Ọ hụrụ nna anyị ha n'anya, ma ya na [a]ha gbara-ndụ, e, ọbụ-na Abraham, [b]Aịsak, na [c]Jekọb; ma o chetara ọgbụgba-ndụ ahụ nke o meworo; ya mere, o kpọ-pụtara ha site n'ala [d]Ijipt.

41 Ma o jiri mkpa-n'aka mee ka ihe siere ha ike n'ime ọzara ahụ; n'ihi na [a]ha nwere obi ike, ọbụna dịka unu siri nwee; ma Onye-nwe mere ka ihe siere ha ike n'ihi ajọọ-omume ha. O ziga-ra [b]agwọ ji ọkụ na-efe efe n'etiti ha; ma mgbe ọ tasịrị ha arụ o doziri ụzọ aga esị [c]gwọọ ha; ma ọrụ nke ha lụrụ bụ ile anya; ma n'ihi [d]esighị-ike nke ụzọ ahụ, ma-ọbụ n'ihi ịdị mfe ya, e nwere ọtụtụ n'ime ha lara n'iyi.

42 Ma ha mesịrị obi ha ike site n'oge ruo n'oge, ma ha [a]mere mkwutọ megide [b]Moses, na kwa megide Chineke; otu o sila dị, unu ma na e duru ha site n'ike ya na-enweghị atụ ruo n'ime ala e kwere na nkwa.

43 Ma ugbua, mgbe ihe ndị a nile gasịrị, oge ahụ e ruwo na ha abụrụwo ndị ajọọ-omume, e, fọdụ ntakiri ka ha chazuo; ma amaghị m ma n'ụbọchị taa a chọrọ imebi ha; n'ihi na ama m na ụbọchị ahụ ga-abịa n'ezi-okwu mgbe a ga-ebibi ha ma ọ bụghị nanị ole na ole, ndị a ga-adọkpụrụ n'agha.

44 Ya mere, Onye-nwe nyere nna m [a]iwu ka ọ pụọ baa n'ime ọzara ahụ, ma ndị Juu chọkwara iwepụ ndụ ya; e, ma [b]unu chọkwara iwepụ ndụ ya; ya mere, unu bụ ndị ogbu-mmadụ n'ime obi unu ma unu dịkwa ka ha.

45 Unu [a]na-agba ọsọ ime ajọọ-omume ma na-eji nwayọ echeta Onye-nwe Chineke unu. Unu ahụwo [b]mụọ-ozi, ma ọ gwara unu okwu; e, unu anụwo olu ya site n'oge ruo n'oge; ma ọ gwa-wo unu okwu n'olu nwayọ dị ntakịrị, ma unu [c]karịrị ihe imetụ n'obi, na okwu ya nile emetụghị unu n'obi; ya mere, o gwawo unu okwu dịka olu nke egbe-elu igwe, nke mere ka ụwa maa jijiji dịka ọ ga ekewasị.

46 Ma unu ma kwa na site [a]n'ike nke okwu ya ọ pụrụ ime ihe nile o nwere ike ime ka ụwa gabiga; e, ma unu matara na site n'okwu Ya o nwere ike ime ka ebe nile etịkpọro etịkpọ ghọ ebe di larịị, ma ebe dị larịị ka a ga etịkpọsị. O, mgbe ahụ, gịnị mere, na unu ga-enwe obi siri ike otu a?

47 Lee, mkpụrụ-obi m etiwawo

39*a* Aisa. 66:1; OznỌd. 38:17; Abr. 2:7.
40*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
*b* Jen. 21:12; OznỌd. 27:10.
*c* Jen. 28:1–5.
*d* Deut. 4:37.
41*a* 2 Ndez. 17:7–23.
*b* Ọnọgụ. 21:4–9; Deut. 8:15; Alma 33:18–22.
*c* Jọn 3:13–15; 2 Nif. 25:20.
*d* Alma 37:44–47; Hil. 8:15.
42*a* Ọnọgụ. 14:1–12. NGAN Nnupụ-isi.
*b* OznỌd. 84:23–24.
44*a* 1 Nif. 2:1–2.
*b* 1 Nif. 16:37.
45*a* Mosa. 13:29.
*b* 1 Nif. 4:3.
*c* Ndị-Efe. 4:19.
46*a* Hil. 12:6–18.

site na mwute n'ihi unu, ma obi
m nwere mgbu; Egwụ na-atụ m
ka aghara ikewapụ unu ruo
mgbe nile. Lee, [a]Mụọ nke Chine-
ke jupụtara m arụ, nke mere na
arụ m [b]enwekwaghị ume.
48 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe m kwuworo okwu ndị a,
ha weere m iwe, ma chọsie ike
ịtụba m n'ime omimi nile nke
oke osimiri ahụ; ma mgbe ha
na-abịarụ ijide m a gwara m ha
okwu, sị: n'Aha nke Chineke
Pụrụ Ime Ihe nile, e nyewo m
unu iwu ka unu [a]ghara imetụ
m aka, n'ihi e jupụtara m [b]n'ike
nke Chineke, ọbụna ruo na nke
irepịa anụ arụ m; ma onye ọbụla
nke ga-ebịtụ m aka [c]ga-akpọnwụ
ọbụna dịka akwụkwọ kpọrọ
nkụ, ma ọ ga-adị ka ihe efu
n'iru nke ike Chineke, n'ihi na
Chineke ga-eti ya ihe.
49 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
sịrị ha na ha kwesịrị ịkwụsị
ntamu megide nna ha; ọ bụghị
na ha kwesịrị ijichi ọrụ ha site
n'ebe m nọ, n'ihi na Chineke
enyewo m iwu ka m wuo ụgbọ
mmiri.
50 Ma a sịrị m ha: [a]Ọ bụrụ na
Chineke enyewo m iwu ime ihe
nile ndị a a ga m eme ha. Ọbụrụ
na o ga-enye m iwu ka m sị
mmiri a, bụrụ ala akọrọ, ọ
ga-abụ ala akọrọ; ma ọbụrụ na
m ga-ekwu ya, ọ ga-eme.
51 Ma ugbua, ọbụrụ na Onye-
nwe nwere nnukwu ike ha otu
a, ma ọ rụwo ọtụtụ ọrụ ebube
n'etiti ụmụ nke mmadụ, olee
otu ọ ga-esị ghara [a]ịkụziri m, ka
m ga-esị wuo ụgbọ mmiri?
52 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị,
gwara ụmụnne m ọtụtụ ihe, nke
mere na ha nwere mgbagwọ-
ju-anya ma ha enweghị kwa
ike ịdọ ndọrọ-ndọrọ megide
m; ọbụghị na ha jidere m aka
ma-ọbụ bịtụ m mkpịsị aka ha,
ọbụna ruo ogologo ọtụtụ ụbọ-
chị. Ugbua ha anaghị eme nke
a ka ha ghara ịkpọnwụ n'iru
m, [a]Mụọ nke Chineke siri oke
ike, nke mere na o nwewo ike
n'arụ ha.
53 Ma o wee ruo na Onye-nwe
sịrị m: Setịpụ aka gị ọzọ n'ebe
ụmụnne gị nọ, ma ha agaghị
akpọnwụ n'iru gị, kama m
ga-eme ka ha kụja, otu a ka
Onye-nwe kwuru, ma nke a ka
m ga-eme, ka ha wee mata na A
bụ m Onye-nwe Chineke ha.
54 Ma o wee ruo na m setịpụrụ
aka m n'ebe ụmụ nne m nọ,
ma ha akpọnwụghị n'iru m;
kama Onye-nwe mere ka ha
maa jijiji, ọbụna dịka okwu nke
o kwuworo.
55 Ma ugbua, ha sịrị: Anyị
amatawo n'ezie na Onye-nwe
nọnyeere gị, n'ihi na anyị ma-
tara na ọ bụ ike nke Onye-nwe
mere ka anyị maa jijiji. Ma ha
dara n'ala n'iru m, ma chọọ [a]ife
m ofufe, ma e nyeghị m ha
ohere, na-asị: A bụ m nwanne
unu nwoke, e, ọbụna nwanne
unu nwoke nke nta; ya mere,
fee nụ Onye-nwe Chineke unu,
ma sọpụrụ nna unu na nne unu,

47*a* Maịka 3:8.
*b* 1 Nif. 19:20.
48*a* Mosa. 13:3.
*b* 2 Nif. 1:26–27.
NGAN Ike.
*c* 1 Ndez. 13:4–7.
50*a* Ndị-Fil. 4:13;
1 Nif. 3:7.
51*a* Jen. 6:14–16;
1 Nif. 18:1.
52*a* NGAN Mụọ Nsọ.
55*a* Ọlndoz. 14:11–15.

ka [b]ụbọchị unu wee dị anya
n'elu ala ahụ nke Onye-nwe bụ
Chineke ga-enye unu.

## ISI 18

*E wuchawo ụgbọ mmiri ahụ—E kwutere okwu gbasara ọmụmụ nke Jekob na Josef—Ndị otu ahụ wee malite njem ịga n'ala nke e kwere na nkwa—Ụmụ nke Ịshmel ndị nwoke na ndị nwunye ha wee sonye na nkwutọ na Inupu isi—E kere Nifaị agbụ, ma ụgbọ mmiri ahụ ka ebughachịrị azụ site n'ebili mmirị dị egwụ—A tọpụrụ Nifaị agbụ, ma site n'ekpere ya ebili mmiri ahụ kwụsịrị—Ndị ahụ wee garuo n'ala nke e kwere na nkwa. Ihe dịka n'afọ 591 ruo 589 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na ha fere Onye-
nwe ofufe, ma soro m gaa n'iru;
ma anyị rụpụtara ọrụ dị ịtụ-na-
anya site n'iji osisi a kpọwara
akpọwa rụọ ọrụ. Ma Onye-nwe
gosiri m site n'oge ruo n'oge
ụdị m ga esị rụọ ọrụ osisi ndị
ahụ maka ụgbọ mmiri ahụ.
2 Ugbua mụ, Nifaị, arụghị ọrụ
osisi nile ahụ site n'ụdị ọmụmụ
ihe nke mmadụ; ma-ọbụghị na
ewuru m ya dịka ndị mmadụ
siri mụta, kama e wuru m ụgbọ
mmiri ahụ dịka Onye-nwe gosị-
woro m; ya mere, ọ dịghị n'ụdị
ahụ dịka ndị mmadụ mataworo.
3 Ma mụ, Nifaị, na-agbago
n'elu-ugwu ahụ ọtụtụ mgbe,
ma m [a]na-ekpe kwa ekpere
ọtụtụ mgbe nye Onye-nwe; ya
mere, Onye-nwe [b]gosiri m ọtụtụ
nnukwu ihe.
4 Ma o wee ruo na mgbe m
wusịworo ụgbọ mmiri ahụ, dịka
okwu nke Onye-nwe siri dị,
ụmụnne m hụrụ na ọ dị mma,
ma na ọrụ aka etinyere na ya
dị mma karịa; ya mere, [a]ha
mere onwe ha umeala ọzọ n'iru
Onye-nwe.
5 Ma o wee ruo na olu nke
Onye-nwe bịakwutere nna m,
na anyị ga-ebili ma gbada n'ime
ụgbọ mmiri ahụ.
6 Ma o wee ruo na echi ya,
mgbe anyị jikereworo ihe nile,
nnukwu mkpụrụ-osisi na [a]anụ
si n'ọzara ahụ, na mmanụ añụ
n'uju, na ihe nile ewetara dịka
Onye-nwe nyere anyị n'iwu,
anyị gbadara n'ime ụgbọ mmiri,
buru ibu anyị na mkpụrụ-akụkụ
nile, na ihe nile bụ ndị nke anyị
wetaworo, onye ọbụla dịka afọ
ole ọ gbara; ya mere, anyị nile
gbadara n'ime ụgbọ mmiri ahụ,
anyị na ndị nwunye anyị na
ụmụ anyị.
7 Ma ugbua, nna m amụtawo
ụmụ nwoke abụọ n'ime ọzara
ahụ; nke okenye ka a kpọrọ
[a]Jekob ma nke nwata, [b]Josef.
8 Ma o wee ruo na mgbe anyị
gbadasịworo n'ime ụgbọ mmiri
ahụ, ma werekwarị ihe nile anyị
wetara na ihe ndị e nyere anyị
n'iwu, anyị malitere njem n'ime
[a]mmiri ahụ ma ikụkụ buuru
anyị chee iru [b]n'ala nke e kwere
na nkwa.

55*b* Ọpụ. 20:12;
Mosa. 13:20.
**18** 3*a* NGAN Ekpere.
*b* NGAN Mkpughe.
4*a* 1 Nif. 16:5.
6*a* 1 Nif. 17:2.
7*a* 2 Nif. 2:1.
*b* 2 Nif. 3:1.
8*a* 2 Nif. 10:20.
*b* 1 Nif. 2:20.
NGAN Ala e Kwere na Nkwa.

9 Ma mgbe ikụkụ buruworo anyị ruo ogologo ọtụtụ ụbọchị, lee, ụmụnne m, ndị nwoke na ụmụ nwoke Ịshmel na kwa ndị nwunye ha malitere ime onwe ha obi ụtọ, nke mere na ha malitere na-ete egwụ, na-abụ abụ, na ekwu okwu n'enweghị nrube isi, e, ọbụna na ha chefuru ebe esị nweta ike e jiri kpọruta ha n'ebe a; e, ha bulitere onwe ha elu ruo n'enweghị nrube isi karịa.

10 Ma mụ, Nifaị, malitere ịtụ egwụ karịa ka Onye-nwe ghara iwe iwe megide anyị, tie anyị otiti ihe nke Chineke n'ihi ajọọ-omume anyị, nke ga-eme e loda anyị n'ime omimi nile nke oke osimiri ahụ, ya mere, mụ, Nifaị, malitere ịgwa ha okwu n'olu dị ezigbo anya-udo; ma lee [a]ha were iwe megide m, na asị: Anyị agaghị ekwe na nwanne anyị nwoke nke nta ga-abụ [b]onye ọchịchị nye anyị.

11 Ma o wee ruo na Leman na Lemuel kpọrọ m wee kee m agbụ, ma ha mesoro m na nnukwu mmesike; otu o sila dị, Onye-nwe [a]kwere ka ha mee ya ka o wee gosịpụta ike ya, ka ihe o kwuru wee mezuo gbasara ndị ajọọ-omume.

12 Ma o wee ruo na mgbe ha keworo m agbụ nke mere na m enweghị ike imeghari arụ, [a]ihe ozi-ụzọ ahụ, nke Onye-nwe doziworo, kwusịrị ịrụ ọrụ.

13 Ya mere, ha amaghị ebe ha ga-anyala ụgbọ mmiri ahụ, nke mere na nnukwu ebili mmiri malitere, e, nnukwu ebili mmiri dị egwụ, ma e [a]bughachịrị anyị azụ n'elu mmiri ahụ ruo ogologo ụbọchị atọ; ma ha tụrụ egwụ karịa ka ha ghara irugbu n'ime osimiri ahụ; otu o sila dị, ha atọpụghị m.

14 Ma n'ụbọchị nke anọ, nke e bughachịworo anyị azụ, ebili mmiri ahụ wee malite sie ike karịa.

15 Ma o wee ruo na ọ fọdụrụ ntakịrị ka e loda anyị n'ime omimi nile nke osimisi ahụ. Ma mgbe e bughachịworo anyị n'elu mmiri ahụ ruo ogologo ụbọchị anọ, ụmụnne m ndị nwoke malitere [a]ịhụ na ikpe nile nke Chineke dị n'arụ ha, ma na ha ga-anwụrịrị ma ọ bụghị na ha chegharịrị site n'ajọọ-omume ha; ya mere, ha bịakwutere m, ma tọpụ agbụ nke dị na nkwo-nkwo aka m abụọ, ma lee ha azawọrịị karịa; ma nkwo-nkwo ukwu m zakwara hienne, ma nnukwu ka ọnya dị na ya dị.

16 Otu o sila dị, elekwasịrị m Chineke m anya, ma a na m [a]enye ya otuto n'ogologo ụbọchị nile; ma a tamughị m megide Onye-nwe n'ihi mkpagbu m nile.

17 Ugbua nna m, bụ Lihaị, agwawo ha rịị ọtụtụ okwu; na kwa ụmụ nwoke nke [a]Ịshmel; ma, lee, ha kupụtara ume mmaja dị ukwuu megide onye ọbụla nke ga-ekwu okwu ịkwado m, ma nne na nna m ebe ha kaworo

10*a* 1 Nif. 17:17–55.
*b* Jen. 37:9–11; 1 Nif. 16:37–38; 2 Nif. 1:25–27.
11*a* Alma 14:11.
12*a* 1 Nif. 16:10, 16, 26; 2 Nif. 5:12; Alma 37:38–47; OznỌd. 17:1.
13*a* Mosa. 1:17.
15*a* Hil. 12:3.
16*a* Alma 36:28.
17*a* 1 Nif. 7:4–20.

nka, ma ebe ha taworo ahụhụ nnukwu arịrị n'ihi ụmụ ha, a kpọdatara ha, e, ọbụna n'elu akwa-ọrịa ha.
18 N'ihi arịrị ha na mwuta dị ukwu, na ajọọ-omume nke ụmụnne m, ndị nwoke, a kpọtara ha nso ọbụna nke ibupu ha n'oge ndụ ha ịgakwuru Chineke ha, e, isi awọ ha nile ka ọ fọdụrụ ka e wedata ha idịna n'ala ala n'ime uzuzu; e, ọ fọdụrụ ọbụna ka akpọba ha na mwuta n'ime ala ili bụ mmiri-mmiri.
19 Ma Jekọb na Josef kwa, ebe ha ka bụ ụmụ-ntakịrị, ebe ha ka chọrọ nri mmezi arụ, nwere mwuta n'ihi mkpagbu nke nne ha; na kwa [a]nwunye m ya na anya mmiri nile na ekpere nile, na kwa ụmụ m, emeghị ka obi ụmụnne m nwoke dị nro ka ha tọpụ m.
20 Ma ọdịghị ihe ọbụla ọzọ ma ọbụghị ike nke Chineke, nke majara ha maka mbibi, nwere ike ime ka obi ha dị nro; ya mere, mgbe ha hụrụ na o fọdụrụ ntakịrị ka e loda ha n'omimi nile nke osimiri ahụ, ha cheghariri n'ihe ha meworo, nke mere na ha tọpụrụ m.
21 Ma o wee ruo na mgbe ha tọpụworo m, lee m wee were ihe izi-ụzọ ahụ, ma ọrụrụ ọrụ dịka m siri chọọ ya. Ma o wee ruo na e kpere m ekpere nye Onyenwe; ma mgbe m kpesịrị ekpere, oke ikụkụ ahụ kwụsịrị, ma ebili mmiri ahụ kwusịrị, ma ebe nile dara nnukwu jii.
22 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, duru ụgbọ mmiri ahụ, nke mere na anyị nyara ụgbọ ọzọ chee iru n'ala nke e kwere na nkwa.
23 Ma o wee ruo na mgbe anyị nyaworo ụgbọ ruo ogologo ọtụtụ ụbọchị anyị rutere [a]n'ala nke e kwere na nkwa; ma gagharịa n'elu ala ahụ ma rụnye ụlọ ikwuu anyị nile; ma anyị wee kpọọ ya ala e kwere na nkwa.
24 Ma o wee ruo na anyị malitere ịkọ elu ala, ma anyị malitere ịkụ mkpụrụ-akụkụ nile; e, anyị tinyere mkpụrụ-akụkụ anyị nile n'ala, nke anyị wetaworo site n'ala Jerusalem. Ma o wee ruo na ha toro karịa; ya mere, anyị nwetara ngọzi n'uju.
25 Ma o wee ruo na anyị chọtara n'ala e kwere na nkwa, dịka anyị na-aga njem n'ime ọzara, na e nwere ụmụ anụ ọhịa n'ime oke ọhịa n'ụdị ọbụla, ma ehi, ma oke ehi, ma anụ dịka ịnyịnya, ma ịnyịnya ma ewu, ma ewu ọhịa, na ụdị anụ ọhịa ọbụla di iche iche, ndị nke mmadụ ga-eri. Ma anyị chọtara ụdị ntụ-igwe di iche iche, ma nke ọla-edo, ma nke ọla-ọcha, ma nke ọla-kọpa.

## ISI 19

*Nifaị wee mee epekele nke ntụ igwe ma dee akụkọ nke ndị ya—Chineke nke Israel ga-abịa na narị afọ isii site n'oge Lihaị jiri hapụ Jerusalem—Nifaị wee kọọ maka ahụhụ nile na mkpọgide n'obe Ya—Ndị Juu ka a ga eleda anya ma kposasịa ruo n'ụbọchị ikpeazụ ndị a, mgbe ha ga-alaghachịkwute Onye-nwe. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

19*a* 1 Nif. 7:19; 16:7.
23*a* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.

Ma o wee ruo na Onye-nwe
nyere m iwu, ya mere e mere m
epekele nile nke ntụ igwe ka m
wee kanye n'elu ha akụkọ-
ndekọta nke ndị m. Ma n'elu
[a]epekele nile ahụ m mere a
kanyere m akụkọ-ndekọta nke
[b]nna m, na kwa njem anyị nile
n'ime ọzara, na amụma nile
nke nna m; na kwa ọtụtụ ibu-
amụma ndị nke m ka m kanye-
woro n'elu ha.
2 Ma a mataghị m n'oge m
mere ha na Onye-nwe ga-enye
m iwu ka m mee [a]epekele ndị a;
ya mere, akụkọ-ndekọta nke nna
m, na akụkọ-agbụrụ nke nna ya
ha, ma ọtụtụ ihe mere mgbe
anyị nọ n'ime ọzara ka a kanye-
re n'elu epekele ndị nke mbụ
bụ ndị m kwuworo maka ha;
ya mere, ihe ndị mere tutu mụ
emee [b]epekele ndị a bụ, n'ezi
okwu, e kwuru ihe gbasara ya
n'uju n'elu epekele ndị nke mbụ.
3 Ma mgbe m mesịworo epeke-
le ndị ahụ dịka e si nye m n'iwu,
mụ, Nifaị, natara iwu-nsọ n'ije-
ozi na ibu-amụma nile, akụkụ
ndị dị mfe nghọta na oke mkpa
n'ime ha, ka a ga-ede n'elu
[a]epekele ndị a; ma na ihe ndị e
dere kwesịrị idebe ka e were
kuziere ndị m, onye ga-enwe
ala ahụ, na kwa maka [b]ebum-
n'obi ndị ọzọ bara uru, bụ
ebum-n'obi ndị Onye-nwe ma
nke ọma.
4 Ya mere, mụ, Nifaị, dere
akụkọ-ndekọta n'elu epekele
ndị ọzọ, nke na-enye nkọwasị,
ma-ọbụ nke na-enye nnukwu
nkọwasị maka agha nile na
ndọrọ-ndọrọ nile na mbibi nile
nke ndị m. Ma nke a ka m me-
woro, ma nye ndị m iwu ihe ha
ga-eme mgbe m gafeworo; na
kwa na epekele ndị a ka a ga
na-enyefe site n'otu ọgbọ ruo
n'ọzọ, ma-ọbụ site n'aka otu
onye-amụma ruo n'ọzọ, ruo
mgbe a ga-anata iwu-nsọ ọzọ
site n'aka Onye-nwe.
5 Ma nkọwasị maka [a]ime epe-
kele ndị a ka a ga-enye ma eme-
sịa; ma mgbe ahụ, lee, a na m a
ga n'iru dịka ihe m kwuworo
siri dị; ma nke a ka m mere ka
ọtụtụ ihe ndị dị nsọ ga-abụ ihe e
[b]debere maka mmata nke ndị m.
6 Otu o sila dị, a naghị m ede
ihe ọbụla n'elu epekele ma ọbụ-
ghị nke m chere na ọ [a]dị nsọ. Ma
ugbua, ọbụrụ na m dehie, ọbụna
ndị ochie dehiekwara; ọ bụghị
na m ga-agbanarị ụta n'ihi ndị
ọzọ, ma n'ihi [b]adịghị ike nke dị
n'ime m, dịka n'anụ arụ, a ga m
ewezuga onwe m n'ụta.
7 Maka ihe ndị nke ụfọdụ
mmadụ chere na ha bụ nnukwu
ihe, ma na arụ ma na mkpụrụ-
obi, ndị ọzọ kpọrọ ya [a]ihe efu
na-azọgide ha n'okpuru ụkwụ
ha. E, ọbụna Chineke nke Israel
ahụ ka ndị mmadụ [b]na-azọgide

**19** 1*a* ngan Ekpele nile.
*b* 1 Nif. 1:16–17; 6:1–3.
2*a* 2 Nif. 5:30.
*b* 1 Nif. 9:1–5.
3*a* Jekọb 1:1–4; 3:13–14; 4:1–4.
*b* 1 Nif. 9:4–5; OkwMọm. 1:7; OznỌd. 3:19–20; 10:1–51.
5*a* 2 Nif. 5:28–33.
*b* ngan Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile ka a ga-echekwa.
6*a* Hụ ibe akwụkwọ aha Akwụkwọ nke Mọmọn. ngan Nsọ.
*b* Mọm 8:13–17; Ita 12:23–28.
7*a* 2 Nif. 33:2; Jekọb 4:14.
*b* ngan Nnupụ-isi.

n'okpuru ụkwụ ha; A sị m, zọgi-
de n'okpuru ụkwụ ha; ma a ga
m ekwu n'ụzọ ọzọ—ha kpọrọ
ya ihe efụ, ma ha anaghị aña ntị
n'olu nke ntụzi-aka ya nile.
8 Ma lee ọ [a]na-abịa, dịka okwu
nke mụọ-ozi, n'ime [b]narị afọ isii
site na mgbe nna m hapụrụ
Jerusalem.
9 Ma ndị ụwa, n'ihi ajọọ-omu-
me ha, ga-ekpe ya ikpe ka ọ
bụrụ ihe efu; ya mere ha ga-apịa
ya ụtarị, ma ọ ga-ekwe ka ọ dị
otu a, ma ha ga-akụ ya ihe, ma
ọ ga-ekwe ka ọ dị otu a. E, ha
[a]ga-abụkwasa ya asụ n'arụ, ma
ọ ga-ekwe ka ọ dị otu a, n'ihi
ịhụ-n'anya na obi ebere ya na
ogologo ntachi-obi ya n'ebe
ụmụ nke mmadụ nọ.
10 Ma [a]Chineke nke nna anyị
ha, ndị [b]edupụtara site n'Ijipt,
site n'ịbụ-oru, na kwa chekwa
ha n'ime ọzara, e, [c]Chineke
nke Abraham, na nke Aịsak, na
Chineke nke Jekọb, [d]raara onwe
ya nye, dịka okwu nile nke
mụọ-ozi ahụ siri dị, dịka mma-
dụ, n'ime aka ndị ajọọ mmadụ,
ka e [e]bulie ya elu, dịka okwu
nile nke [f]Zinọk, na ka a [g]kpọgi-
de ya n'obe, dịka okwu nile nke
Niụm, ma ka e lie ya [h]n'ili, dịka
okwu nile nke [i]Zinọs, nke o
kwuru gbasara ụbọchị atọ nke
[j]ọchịchịrị, nke ga-abụ ihe ịrịba
ama e nyere maka ọnwụ ya nye
ndị ga-ebi na ala ndị bi n'etiti
oke osimiri nile, nke ka nke, nye
ndị bụ nke [k]ụlọ nke Israel.
11 N'ihi otu a ka onye-amụma
ahụ kwuru: Onye-nwe Chineke
n'ezie [a]ga-eleta ụlọ nke Israel
nile n'ụbọchị ahụ, ụfọdụ n'olu
ya, n'ihi ezi-omume ha, ruo na
nnukwu ọñụ na nzọpụta ha, ma
ndị ọzọ o ji [b]egbe-elu igwe nile
na amụma nile nke ike ya, site
n'ebili mmiri, site n'ọkụ, na site
n'anwụrụ ọkụ, na igirigi nke
[c]ọchịchịrị, na site mmeghe nke
[d]ala, na site [e]n'ugwu ukwu nile
nke a ga-ebuli elu.
12 Ma [a]ihe nile ndị a n'ezie
ga-emezurịrị, ka onye-amụma
[b]Zinọs kwuru. Ma [c]okwute nile
nke ala ga-agbawasịrịrị; ma
n'ihi isu ude nke ala, ọtụtụ ndị

8*a* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
*b* 1 Nif. 10:4; 2 Nif. 25:19.
9*a* Aisa. 50:5–6; Mat. 27:30.
10*a* 2 Nif. 26:12; Mosa. 7:27; 27:30–31; Alma 11:38–39; 3 Nif. 11:14–15.
*b* Ọpụ. 3:2–10; 6:6; 1 Nif. 5:15; OznỌd. 136:22.
*c* Jen. 32:9; Mosa. 7:19; OznỌd. 136:21. NGAN Jehova.
*d* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*e* 3 Nif. 27:14.
*f* Alma 33:15; 34:7; Hil. 8:19–20; 3 Nif. 10:15–16. NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile furu-efu; Zinọk.
*g* 2 Nif. 6:9; Mosa. 3:9. NGAN Mkpọgide n'Obe.
*h* Mat. 27:60; Luk 23:53; 2 Nif. 25:13.
*i* Jekọb 6:1; Hil. 15:11. NGAN Zinọs.
*j* 1 Nif. 12:4–5; Hil. 14:20, 27; 3 Nif. 8:3, 19–23; 10:9.
*k* 3 Nif. 16:1–4.
11*a* 3 Nif. 9:1–22; OznỌd. 5:16.
*b* Hil. 14:20–27; 3 Nif. 8:5–23.
*c* Luk 23:44–45; 3 Nif. 8:19–20.
*d* 2 Nif. 26:5.
*e* 3 Nif. 8:10.
12*a* Hil. 14:20–28.
*b* Jekọb 5:1.
*c* Mat. 27:51.

eze nke ala ndị di n'etiti oke
osimiri nile ka a ga-akwalite
site na Mụọ nke Chineke ka ha
tie mkpu sị; Chineke nke okike
na-ata ahụhụ.
13 Ma ọbụrụ ma ndị bi na
Jerusalem, ka onye-amụma ahụ
kwuru, mmadụ nile [a]ga-esogbu
ha, n'ihi na ha [b]na-akpọgide
Chineke nke Israel n'obe, ma tụ-
gharịa obi ha n'ebe ọzọ, jụ ihe
iriba-ama nile na ihe-ebube nile,
na ike na ebube nke Chineke
Israel ahụ.
14 Ma n'ihi na ha tụgharịrị
obi ha n'ebe ọzọ, ka onye-amụ-
ma ahụ kwuru, na kwa [a]leda
Onye-Nsọ nke Israel anya, ha
ga na-akpagharị n'anụ arụ, ma
laa n'iyi, ma ghọọ [b]ihe ịma ọsụ
na [c]okwu gara-aga, ma bụrụ ndị
a kpọrọ asị n'etiti mba nile.
15 Otu o sila dị mgbe ụbọchị
ahụ ga-abịa, ka onye-amụma ahụ
kwuru, nke ha [a]na-agaghị kwa
atụgharị obi ha megide Onye-
Nsọ nke Israel, mgbe ahụ ka
ọ ga-echeta [b]ọgbụgba-ndụ nile
ahụ nke ya na nna ha gbaworo.
16 E, mgbe ahụ ka ọ ga-echeta
[a]ala ndị di n'etiti oke osimiri; e,
ma ndị nile bụ ndị nke ụlọ nke
Israel, [b]ka m ga-achịkọbata, ka
Onye-nwe kwuru, dịka okwu
nke onye-amụma Zinọs, site
n'akụkụ anọ nile nke ụwa.
17 E, ma ndị ụwa nile [a]ga-ahụ
nzọpụta nke Onye-nwe, ka
onye-amụma ahụ kwuru; mba
nile, ebo, asụsụ na mmadụ nile
ka a ga-agozi.
18 Ma mụ, Nifaị, edowo ihe
ndị a nye ndị m, na e leghị anya
e nwere m ike gbaa ha ume ka
ha cheta Onye-nwe, bụ Onye-
mgbapụta ha.
19 Ya mere, a na m agwa ụlọ
nke Israel nile okwu, ma ọbụrụ
na ha ga-enwe ike inweta [a]ihe
nile ndị a.
20 Ma lee, e nwere m ọtụtụ ọrụ
n'ime mụọ, nke mere ka ike gwụ
m, ọbụna na njikọ arụ m nile
esighị ike, maka ndị nke nọ na
Jerusalem; n'ihi na ọ bụrụ na
Onye-nwe enweghị obi ebere,
igosị m gbasara ha, ọbụna dịka
o si nwe ndị-amụma na mgbe
ochie, a gara m alakwa n'iyi.
21 Ma n'ezie o gosịrị [a]ndị-
amụma nile nke mgbe ochie ihe
nile [b]gbasara ha; na kwa o gosịrị
ọtụtụ gbasara anyị, ya mere, ọ
dị mkpa na anyị ma gbasara
ha n'ihi e dere ha n'elu epekele
bras ahụ.
22 Ugbua o wee ruo na mụ,
Nifaị, kuziri ụmụ nne m nwoke
ihe ndị a nile; ma o wee ruo na
a gụụrụ m ha ọtụtụ ihe, ndị a
kanyere n'elu [a]epekele nile nke
bras, ka ha wee mata ihe gbasa-
ra ihe-omume nile nke Onye-
nwe n'ala ndị ọzọ, n'etiti ndị
mgbe ochie.
23 Ma a gụụrụ m ha ọtụtụ ihe

13*a* Luk 23:27–30.
*b* 2 Nif. 10:3.
14*a* Aisa. 53:3–6; Mosa. 14:3–6.
*b* NGAN Ndị Juu.
*c* Deut. 28:37; 1 Ndez. 9:7; 3 Nif. 16:9.
15*a* 1 Nif. 22:11–12.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
16*a* 1 Nif. 22:4; 2 Nif. 10:21.
*b* Aisa. 49:20–22. NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
17*a* Aisa. 40:4–5.
19*a* Inọs 1:16; Mọm 5:12; 7:9–10.
21*a* 2 Ndez. 17:13; Emọs 3:7. NGAN Onye-amụma.
*b* 3 Nif. 10:16–17.
22*a* 1 Nif. 22:1.

ndị e dere [a]n'akwụkwọ nile nke
Moses; ma ka m nwe ike gbaa ha
ume n'uju ka ha kwere n'Onye-
nwe bụ Onye-mgbapụta ha, a
gụụrụ m ha ihe ndị onye-amụ-
ma [b]Aịsaịa dere; [c]n'ihi na e jiri
m akwụkwo-nsọ nile tụnyere
anyị onwe-anyị, nke ga-eme ka
anyị nweta [d]uru na mmụta.
24 Ya mere, a gwara m ha
okwu, sị: Nụrụ nụ okwu nile
nke onye-amụma, unu ndị bụ
ndị fọdụrụ nke ụlọ nke Israel,
[a]ngalaba nke ekewapụrụ-eke-
wapụ; nụrụ nụ okwu nile nke
onye-amụma, nke e dere nye
ụlọ nke Israel nile, ma were nụ
onwe unu tụnyere ha, ka unu
wee nwe olile-anya na kwa
ụmụnne unu nwoke bụ ndị esị-
rị n'arụ ha kewapụta unu, n'ihi
n'ụdị a ka onye-amụma ahụ de-
woro.

## ISI 20

*Onye-nwe wee kpughee ebum-n'obi ya nile nye Israel—A họpụtawo Israel n'ime oke ọkụ nke mkpagbu ma ha ga-agapụ site na Babịlọn—Tulee Aịsaịa isi 48. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

ÑAA ntị ma nụrụ ihe a, O ụlọ
nke Jekọb, ndị a na-akpọ aha
nke Israel, ma ha si na mmiri
nile nke Juda pụta, ma-ọbụ site
n'ime mmiri nile nke [a]baptism,
ndị na-añụ iyi n'aha nke Onye-
nwe, ma na-akpọtụ ọnụ maka
Chineke nke Israel, ma na ha
anaghị añụ iyi n'ezi okwu ma-
ọbụ n'ezi-omume.
2 Otu o sila dị, ha na-akpọ
onwe ha ndị [a]obodo-ukwu dị
nsọ ahụ, ma ha anaghị [b]adabere
onwe ha n'arụ Chineke nke
Israel, onye bụ Onye-nwe nke
usuu nile nke ndị-agha; e, Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
bụ aha ya.
3 Lee, e kwupụtawo m [a]ihe ndị
mere n'oge gara-aga site na
mmalite; ma e ji m ọnụ m kwu-
pụta ha, ma e gosịrị m ha. E
gosịrị m ha na mberede.
4 Ma e mere m ya n'ihi a ma m
na [a]i bụ onye-na-adịghị erube
isi, ma olu gị bụ agịrị igwe, ma
iku-anya gị bụ bras.
5 Ma e sịwo m na mmalite
kwupụtara gị, tutu ya e ruo, e
gosịrị m gị ha; ma e gosịrị m ha
na a dịghị ama ama ị ga-
ekwu—[a]Arụsị m emewo ha, na
arụsị m pịrị api, na arụsị m
kpụrụ akpụ nyere ha iwu.
6 I hụwo ma nụ ihe nile ndị a;
ma ị gaghị ekwupụta ha? Ma
na egosịwo m gị ihe ọhụrụ nile
site n'oge a, ọbụna ihe e zoro
ezo, ma ị mataghị ha.
7 E kere ha ugbua, ma ọbụghị
site na mmalite, ọbụna tutu
ụbọchị mgbe ị na-anụbeghị
maka ha, e kwupụtara ha nye

23*a* Ọpụ. 17:14; 1 Nif. 5:11; Moses 1:40–41.
*b* 1 Nif. 15:20; 2 Nif. 25:4–6; 3 Nif. 23:1.
*c* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụwọ-nsọ nile.
*d* 2 Nif. 4:15.
24*a* Jen. 49:22–26; 1 Nif. 15:12; 2 Nif. 3:4–5.
**20** 1*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
2*a* Aisa. 52:1. NGAN Jerusalem.
*b* NB dabere.
3*a* Aisa. 46:9–10.
4*a* NB Israel.
5*a* NGAN Ife Arụsị.

gị, ka ịghara ikwu — Lee, a matara m ha.
8 E, ma ị nụghị kwa; e, ị mataghị kwa; e, site na mgbe ahụ ntị gị aka-emegheghị; n'ihi a ma m na ị ga-akpa agwa onye aghụghọ, ma a kpọrọ gị [a]onye-njehie iwu site n'ime akpa nwa.
9 Otu o sila dị, [a]n'ihi aha m ka m ga-eji bugharịa iwe m, na n'ihi otuto m ka m ga-eji zere onwe m site n'ebe i nọ, ka m ghara igbubepụ gị.
10 N'ihi na, lee, a yọchawo m gị, a họpụtawo m gị n'ime okporo ọkụ nke [a]mkpagbu.
11 N'ihi mụ onwe m, e, n'ihi mụ onwe m ka m ga-eme nke a, n'ihi na agaghị m ekwe ka [a]aha m bụrụ ihe e merụrụ emerụ, ma [b]agaghị m enye onye ọzọ otuto m.
12 N̄aa ntị n'olu m, O Jekọb, na Israel ndị m kpọpụtara, n'ihi na a bụ m ya; a bụ m onye [a]mbụ, ma a bụ kwa m onye [b]ikpe-azụ.
13 Aka m [a]atọwo kwa ntọ ala nke ụwa ahụ, ma aka nri m agbasasịwo elu-igwe nile. A kpọrọ m ha ma ha guzokọtara ọtọ.
14 Unu nile, kpọkọtanụ onwe unu, ma nụrụ; onye n'ime ha kwupụtaworo ihe ndị a nye ha? Onye-nwe ahụwo ya n'anya; e, ma ọ ga [a]emezu okwu ya nke o kwupụtaworo site na ha; ma ọ ga-eme [b]Babịlọn ihe dị ya mma, ma aka ya ga abịakwasị ndị Kaldịa.
15 Ọzọ, otu a ka Onye-nwe kwuru, mụ, bụ Onye-nwe, e, e kwuwo m; e, a kpọwo m ya ka o kwupụta, a kpọtawo m ya, ma ọ ga-eme ka o nwee ọ ga n'iru n'ụzọ ya.
16 Bịanu m nso; E kwughị m na [a]nzuzo; site na mmalite, site n'oge nke e kwupụtara ya ka m kwuru; ma Onye-nwe Chineke, na Mụọ ya, ezipụtawo m.
17 Ma otu a ka Onye-nwe kwuru, [a]Onye-mgbapụta gị, Onye-Nsọ nke Israel; E zitawo m ya, Onye-nwe bụ Chineke gị Onye na-akụziri gị ka inweta uru, Onye [b]na-edu gị n'ụzọ ịkwesịrị ịga, e mewo ya.
18 O, ọ dị m ka asị na ị n̄ara ntị [a]n'iwu-nsọ m nile — mgbe ahụ ka udo gị gaara a dịka osimiri, ma ezi-omume gị dịka nfeghari mmiri nile nke oke osimiri.
19 [a]Mkpụrụ-afọ gị kwa diworo ka aja; ụmụ nke afọ gị nile ka mkpụrụ okwute dị ya; aha ya agaraghị abụ ihe ebepụrụ ma-ọbụ ebibiri site n'iru m.
20 [a]Si nụ na Babịlọn pụọ, gbapụ nụ site n'aka ndị Kaldịa, jiri olu nke ịbụ abụ kwupụta nụ ya; kwuo nke a, kwupụta ya n'ebe

8*a* Abụọma 58:3.
9*a* 1 Sam. 12:22; Abụọma 23:3; 1 Jọn 2:12.
10*a* NGAN Ihe Isi-ike.
11*a* Jer. 44:26.
*b* Aisa. 42:8; Moses 4:1–4.
12*a* Mkpu. 1:17; 22:13. NGAN Alfa na Omega; Onye e Buru Ụzọ Mụọ.
*b* NGAN Alfa na Omega.
13*a* Abụọma 102:25. NGAN Kee, Okike.
14*a* 1 Ndez. 8:56; OznỌd. 64:31; 76:3.
*b* NGAN Babilọn, Bebel.
16*a* Aisa. 45:19.
17*a* NGAN Onye-mgbapụta.
*b* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ; Mkpughe.
18*a* Ekl. 8:5.
19*a* Jen. 22:15–19; Hosea 1:10.
20*a* Jer. 51:6; OznỌd. 133:5-14.

ụwa sọtụrụ; kwuo nụ: Onye-
nwe agbapụtawo [b]oru ya nwo-
ke Jekọb.
21 Ma [a]akpịrị akpọghị ha nkụ;
o duru ha gabiga ọzara ahụ nile;
o mere ka mmiri si na [b]nkume
gbapụtara ha; o tiwakwara nku-
me mmiri wee gbapụta.
22 Ma na-agbanyeghị, o mewo
ihe ndị a nile, na nnukwu ihe
ndị ọzọ kwa, [a]udo agaghị adị
ka Onye-nwe kwuru, nye ndị
ajọọ-omume.

## ISI 21

*Mesaịa ahụ ga-abụ ìhè nye ndị Jentaịlụ na ọ ga-eme ka ndị mkpọrọ nwere onwe ha—Israel ka a ga-eji ike chịkọta n'ụbọchị ikpe-azụ nile—Ndị eze ga-abụ ndị nna na-azụ ha—Tulee Aịsaịa isi 49. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

MA ọzọ: Ṅaa ntị, O unu ụlọ nke
Israel, unu nile bụ ndị e kewa-
pụrụ na kwa ndị achụpụrụ
n'ihi ajọọ-omume nke ndị ọzụzụ
atụrụ, nke ndị m; e, unu nile bụ
ndị e kewapụrụ, bụ ndị gbasa-
sịworo n'obodo nile, ndị bụ ndị
nke m, O ụlọ nke Israel. Gee m
ntị, O unu [a]elu ala nile, ma ṅaa
ntị unu ndị mmadụ [b]si ebe dị
anya; Onye-nwe akpọwo m site
na-akpa nwa; site n'afọ nne m
ka o kpọworo aha m.
2 Ma o mewo ọnụ m dịka
mma-agha dị nkọ; n'onyinyo
nke aka ya ka o zoworo m, ma
mee m akụ e tere mmanụ;
n'ime ọbọ ụta ya ka o zoworo m;
3 Ma wee sị m: I bụ [a]oru m
nwoke, O Israel, ndị m ga esi
n'ime ha nwe otuto.
4 Mgbe ahụ a sịrị m, a dọgbu-
wo m onwe m n'ọlụ n'efu,
alawo m ume m n'iyi na kwa na
ihe na-enweghị isi; n'ezie ikpe
m dị n'aka Onye-nwe, ma ọrụ
m dị n'aka Chineke.
5 Ma ugbua; ka Onye-nwe
kwuru—nke [a]kpụrụ m site na
akpa-nwa ka m bụrụ oru ya
nwoke, ka m kpọta Jekọb ọzọ
nye ya—ọbụna na achịkọtabe-
ghị Israel, mana a ga m enwe
otuto n'anya abụọ nke Onye-
nwe, ma Chineke m ga-abụ
ume m.
6 Ma ọ siri: Ọ bụ ihe dị mfe na
ị ga-abụ oru m iwelite [a]agbụrụ
nke Jekọb elu, na iweghachi
Israel ndị e chekwaworo. A ga
m enye kwa gị ka Ị bụrụ [b]ìhè
nye [c]ndị Jentaịlụ, ka ị wee buru
nzọpụta m ruo na nsọtụ nile
nke ụwa.
7 Otu a ka Onye-nwe kwuru,
Onye-mgbapụta nke Israel,
Onye-Nsọ nke ya, ya bụ onye
ndị mmadụ n'asọ asọ, ya onye
mba nile kpọrọ nnukwu asị, ya
oru nke ndị ọchịchị nile: Ndị eze
nile ga-ahụ ma bilie, Ọkpara eze
nile kwa ga-efe, n'ihi Onye-nwe
nke kwesịrị ntụkwasị-obi.

20*b* Aisa. 44:1–2, 21.
21*a* Aisa. 41:17–20.
*b* Ọpụ. 17:6; Ọnọgụ. 20:11; 1 Nif. 17:29; 2 Nif. 25:20.
22*a* NGAN Udo.

**21** 1*a* 1 Nif. 22:4; 2 Nif. 10:20–22.
*b* OznỌd. 1:1.
3*a* Lev. 25:55; Aisa. 41:8; OznỌd. 93:45–46.
5*a* Aisa. 44:24.

6*a* NGAN Israel—Agbụrụ iri na abụọ nke Israel.
*b* OznỌd. 103:8–10; Abr. 2:10–11.
*c* 3 Nif. 21:11.

8 Otu a ka Onye-nwe kwuru:
N'oge kwesịrị ekwesị ka m nụrụ
olu gị, O elu-ala nile nke oke
osimiri, ma n'ụbọchị nke nzọ-
pụta ka m nyewooro gị aka; ma
a ga m echekwa gị, ma nye gị
[a]oru m nwoke n'ihe ọgbụgba-
ndụ nke ndị mmadụ, ịhazi ala
ahụ, ime ka inweta ala-nketa
nile ndị a tọgbọrọ n'efu;
9 Ka i nwe ike gwa [a]ndị mkpọ-
rọ: Gaa n'iru; gakwuru ndị nọ
[b]n'ọchịchịrị: Gosị onwe unu.
Ha ga-eri n'ụzọ nile, ma [c]ebe ịta
ahịhịa-ndụ ha ga-adị n'ebe
dum dị elu.
10 Ha agaghị enwe agụụ ma-
ọbụ akpịrị ịkpọ-nkụ, ọbụghị
ma okpom ọkụ ma-ọbụ anya-
nwụ ga-etigbu ha; n'ihi na Onye
nwere obi ebere n'arụ ha ga-edu
ha, ọbụna site n'ọtụtụ isi iyi nke
mmiri ka ọ ga-eduzi ha.
11 Ma a ga m eme ugwu ukwu
m nile ụzọ, na oke [a]ụzọ m nile
ka a ga-ebuli elu.
12 Ma mgbe ahụ, O ụlọ nke
Israel, lee, [a]ihe ndị a ga-esi ebe
dị anya bịa, ma lee, ndị a si n'elu
elu na ndị si na ọdịda anyanwụ;
na ndị si n'ala nke Saịnịm.
13 [a]Bụọ abụ, O elu-igwe nile;
ma nwe ọñụ, O elu ụwa; n'ihi na
ụkwụ ndị nọ na ọwụwa-anya-
nwụ ka a ga-ehiwe, ma tiwapụta
n'ịbụ abụ, O ugwu ukwu nile,
n'ihi na a gaghị etigbu ha ọzọ;
n'ihi na Onye-nwe akasịwo ndị
ya obi, ma nwe obi ebere n'arụ
ndị ya ana-emegbu emegbu.
14 Ma, lee, Zaịọn asịwo: Onye-
nwe ahapụwo m, ma Onye-nwe
echefuwo m — ma ọ ga-egosị na
ya emebeghi otu a.
15 N'ihi, [a]nwanyị o nwere ike
ichefu nwa ya nke na-añụ ara,
nke ga-eme na-ọ gaghị enwe
ọmiko n'arụ nwa nwoke nke
akpa-nwa ya? E, ha nwere ike
[b]ichefu, mana a gaghị m echefu
gị, O ụlọ nke Israel.
16 Lee, akanyewo m gị n'elu
[a]ọba nke aka m abụọ, mgbidi gị
nile nọ n'iru m oge nile.
17 Ụmụ gị ga-eme ngwa ngwa
megide ndị nile na-ebibi gị; ma
ndị na-eme ka [a]ịtọgbọrọ n'efu
ga-esi n'ebe ị nọ pụọ.
18 Welite anya gị legharịa gbu-
ru-gburu ma lee; ha nile ka ha
[a]chịkọtara onwe ha n'otu ebe,
ma ha ga-abịakwute gị. Ma ka
m na a dị ndụ, otu a ka Onye-
nwe kwuru, n'ezie ị ga-eyibe
onwe gị ha nile ka uwe, dịka
ihe e jiri chọ mma, ma jikọ ha
n'otu ọbụna dịka nwanyị-ana-
alụ-ọhụrụ.
19 N'ihi ebe nile e bibiri na ebe
nile tọgbọrọ n'efu, na ala nke
mbibi gị, ọbụna ugbua ga-adị
mkpafa n'ihi ndị nile ga-ebi
n'ime ya; ma ndị ahụ loworo gị
ga-anọ n'ebe dị anya.
20 Ụmụ ndị ị ga-enwe, mgbe
ndị mbụ funarịworo gị, ga-ekwu

8*a* 2 Nif. 3:6–15; 3 Nif. 21:8–11; Mọm 8:16, 25.
9*a* NGAN Nzọpụta Maka ndị Nwụrụ-anwụ.
*b* 2 Nif. 3:5.
*c* Ezik. 34:14.
11*a* Aisa. 62:10; OznỌd. 133:23–32.
12*a* Aisa. 43:5–6.
13*a* Aisa. 44:23.
15*a* NGAN Ndịnyom, Nwanyị.
*b* Aisa. 41:17; Alma 46:8; OznỌd. 61:36.
16*a* Zek. 13:6.
17*a* 3 Nif. 21:12–20.
18*a* Maịka 4:11–13.

na ntị gị ọzọ: Ebe ahụ dịkarịrị
m [a]wara wara; nye m ebe ka m
wee biri.
21 Mgbe ahụ ka [a]ị ga-asị n'obi
gị: Onye mụtawooro m ụmụ
nile ndị a, ebe ọbụ na ụmụ m
efunarịwo m, ma a nọ m [b]nanị
m, onye-adọkpụụrụ n'agha, na-
agagharị site n'otu ebe ruo na
nke ọzọ? Ma onye mụtaworo
ndị a? Lee, a rapụrụ nanị m; ndị
a, olee ebe ha nọworịị?
22 Otu a ka Onye-nwe Chineke
kwuru: Lee, a ga m ewelite aka
m nye [a]ndị Jentaịlụ nile, ma
dozie [b]usoro ụzọ m gosị ndị
mmadụ; ma ha ga-akpọta ụmụ
ha ndị nwoke [c]n'aka ha, ma
ụmụ ha ndị nwanyị ka a ga-eku
n'ubu ha nile.
23 Ma [a]ndị eze ga-abụ [b]ndị nna
na-azụ ụmụ nye gị; ma ndị eze-
nwanyị ha ndị nne na-azụ ụmụ
ha; ha ga-akpọ isi-ala were iru
ha kpudo n'ala, ma rachaa uzu-
zu nke ụkwụ gị abụọ; ma ị ga-
amata na M bụ Onye-nwe; n'ihi
na ihere agaghị eme ha bụ ndị
[c]na-echere m.
24 N'ihi na a ga-ewepụ anụ-
ịkpa-nri site n'ebe ndị ka ha ike
nọ, ma-ọbụ a ga-anapụta [a]ndị
adọkpụtara n'agha n'ụzọ zịrị ezi?
25 Ma na otu a ka Onye-nwe
kwuru, ọbụna ndị adọkpụtara
n'agha a ga-anapụta ha, ma anụ-
ịkpa-nri nke ndị dị egwụ ka a
ga-anapụta; n'ihi na a ga m adọ
ndọrọ-ndọrọ mụ na onye na-
adọso gị ndọrọ-ndọrọ, ma a ga
m azọpụta ụmụ gị.
26 Ma a ga m [a]enyeju ha afọ bụ
ndị na-emegide gị, site n'anụ
arụ ha onwe ha; ọbara ha ga-
egbu ha dịka mmanya na-atọ
bịrịbịrị; ma anụ-arụ nile ga
[b]amata na mụ, bu Onye-nwe,
bụ Onye-nzọpụta gị na Onye-
mgbapụta gị, [c]Onye bụ Dike
nke Jekọb.

## ISI 22

*Israel ka a ga-ekposasị n'elu iru nile nke ụwa—Ndị Jentaịlụ ga-azụ ma were ozi ọma nyejuo Israel afọ n'ụbọchị ikpe-azụ nile—Israel ka a ga-akpọkọta ma zọpụta ha, ma ndị ajọọ-omume ga-agba ọkụ dịka ahihịa kpọrọ nkụ—Ala-eze nke ekwensu ka a ga-ebibi, ma Setan ka a ga-eke agbụ. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
mụ, Nifaị, gụworo ihe ndị a
akanyere n'elu [a]epekele nile
nke bras, ụmụnne m nwoke
wee bịakwute m ma sị m: Gịnị
ka ihe ndị a pụtara nke ị gụwo-
ro? Lee, a ga-aghọta ha dịka ihe
ndị bụ nke mụọ, nke ga-emezu
dịka na mụọ, na abụghị nke
anụ arụ?
2 Ma mụ, Nifaị, sịrị ha: Lee
[a]ekpughere ha nye onye-amụma

20*a* M-Ọ siri ike ma-ọbụ mkpafa.
21*a* NB Zaịọn.
*b* Aisa. 54:1; Ndị-Gal. 4:27.
22*a* Aisa. 66:18–20.
*b* Aisa. 11:12; 18:3.
*c* 1 Nif. 22:8; 2 Nif. 10:8–9.
23*a* Aisa. 60:16.
*b* 1 Nif. 22:6.
*c* 2 Nif. 6:13; OznỌd. 98:2; 133:10–11, 45.
24*a* 1 Nif. 21:25.
26*a* 1 Nif. 22:13–14.
*b* Mosa. 11:22.
*c* NGAN Jehova.
**22** 1*a* 1 Nif. 19:22; 2 Nif. 4:2.
2*a* 2 Pita 1:19–21.

site n'olu nke [b]Mụọ ahụ; n'ihi na site na mụọ ka a na-eme ka [c]ndị-amụma mata ihe nile, ndị ga-abịakwasị ụmụ nke mmadụ dịka n'anụ arụ.
3 Ya mere, ihe ndị a m gụworo
banyere ha bụ ihe gbasara ma [a]nke arụ ma nke mụọ; n'ihi na ọ dị ka ụlọ nke Israel, na nso nso ma-ọbụ ma e mesịa, ka a ga [b]ekposasị n'elu iru nke ụwa dum, na kwa n'etiti mba nile.
4 Ma lee, e nwere ọtụtụ ndị
chefuworọrịị ihe a matara gbasara ndị nọ na Jerusalem. E, ndị karịrị n'ime [a]ebo nile ka edupụworo, ma ha [b]gbasasịrị ma n'iru ma n'azụ [c]n'elu ala nile nke oke osimiri; ma ebe ha nọ ọdịghị onye n'ime anyị matara, nanị na anyị ma na e dupụwo ha.
5 Ma ebe ọ bụ na e dupụwo ha,
ihe ndị a ka ebuworo n'amụma gbasara ha, na kwa gbasara ndị nile a ga-ekposasị ma e mesịa na kwa gbagwojuo ha anya, n'ihi Onye-Nsọ nke Israel; n'ihi na imegide ya ka ha ga-emesi obi ha ike; ya mere, a ga-ekposasị ha n'etiti mba nile ma ndị mmadụ nile [a]ga-akpọkwa ha asị.
6 Otu o sila dị, mgbe [a]azụlite-
woro ha site n'aka [b]ndị Jentaịlụ, ma Onye-nwe ewelitawo aka ya elu n'ebe ndị Jentaịlụ nọ ma bulie ha elu n'idebe usoro dịka ihe nlere anya, ma ha e kuruwo [c]ụmụ ha n'aka ha, ma ụmụ ha ndị nwanyị ka ha kuruworo n'ubu ha, lee ihe ndị a a na-ekwu maka ha bụ nke arụ; n'ihi na otu a ka ọgbụgba-ndụ nke Onyenwe na nna anyị ha siri dị; ma ọ dịrị anyị n'ụbọchị ndị na-abịa, na kwa ụmụnne anyị nwoke nile bụ ndị ụlọ nke Israel.
7 Ma ọ pụtara na oge na-abịa
na mgbe e kposasịworo ụlọ nke Israel nile ma bụrụ ndị a gbagwojuru anya, na Onye-nwe Chineke ga-ewelite mba n'etiti [a]ndị Jentaịlụ, e, ọbụna n'elu iru nke ala nke a; ma site na ha ka mkpụrụ-afọ anyị [b]ga-agbasasị.
8 Ma mgbe mkpụrụ-afọ anyị
gbasasịworo Onye-nwe Chineke ga-aga n'iru ịrụ [a]oke ọrụ dị ịtụ-n'anya n'etiti [b]ndị Jentaịlụ, nke ga-abụ ihe [c]oke ọnụ ahịa nye mkpụrụ-afọ anyị, ya mere, e jiri ya tụnyere ha ịbụ ndị azụworo site n'aka ndị Jentaịlụ ma bụrụ ndị e kuru n'aka ha na n'elu ubu ha nile.
9 Ma ọ ga-abụ kwa ihe [a]oke
ọnụ ahịa nye ndị Jentaịlụ; ma ọ gaghị abụ nye nanị ndị Jentaịlụ ma nye [b]ndị [c]ụlọ nke Israel nile, ruo n'ime ka ha mata [d]ọgbụ-

2*b* ngan Mụọ Nsọ.
*c* ngan Buo Amụma, Ibu-amụma.
3*a* OznỌd. 29:31–34.
*b* 1 Nif. 10:12–14; 2 Nif. 25:14–16. ngan Israel—Mkposasị nke Israel.
4*a* ngan Israel—Agbụrụ iri nke Israel furu-efu.
*b* 2 Nif. 10:22.
*c* 1 Nif. 21:1; 2 Nif. 10:8, 20.
5*a* 1 Nif. 19:14.
6*a* 1 Nif. 21:23.
*b* ngan Ndị Jentaịlụ.
*c* 1 Nif. 15:13.
7*a* 3 Nif. 20:27.
*b* 1 Nif. 13:12–14; 2 Nif. 1:11.
8*a* Aisa. 29:14; 1 Nif. 14:7; 2 Nif. 27:26. ngan Mweghachi nke Ozi-ọma.
*b* 2 Nif. 10:10–11; 3 Nif. 16:4–7; Mọm 5:19.
*c* 1 Nif. 15:13–18; 3 Nif. 5:21–26; 21:7.
9*a* 1 Nif. 14:1–5.
*b* 2 Nif. 30:1–7.
*c* 2 Nif. 29:13–14.
*d* Deut. 4:31.

gba-ndụ ahụ nile nke Nna nke
elu-igwe nye Abraham, na asị:
N'ime [e]mkpụrụ-afọ gị ka ebo
nile nke ụwa ga-enwe [f]ngọzi.
10 Ma ọ ga amasi m, ụmụ nne
m, na unu ga amata na ebo nile
nke ụwa agaghị enweta ngọzi
ma-ọbụghị na ọ ga [a]agba ọba-
aka ya ọtọ n'anya mba nile.
11 Ya mere, Onye-nwe Chineke
ga a ga n'iru ịgba ọba-aka ya
ọtọ n'anya mba nile, n'iweta
ọgbụgba-ndụ ya nile na ozi ọma
ya nye ndị bụ ndị ụlọ nke Israel.
12 Ya mere, ọ ga-ewepụta ha
ọzọ site na ndọkpụ n'agha, ma
a ga [a]ekpọkọta ha baa n'ala nile
nke nketa ha; ma a ga-ewepụta
ha site n'ebe nzuzo na site
[b]n'ọchịchịrị; ma ha ga-amata na
[c]Onye-nwe bụ Onye-nzọpụta
ha na [d]Onye-mgbapụta ha,
[e]Onye bụ Dike nke Israel.
13 Ma ọbara nke [a]nnukwu nzu-
kọ ahụ rụrụ arụ, nke bụ akwụ-
nakwụna nke ụwa nile, ga-atụ-
gharị megide onwe ha; n'ihi na
ha [b]ga-ebuso onwe ha agha, ma
mma-agha nke [c]aka ha nile ga-
adakwasị n'isi nile nke ha onwe
ha, ma ọbara nke ha onwe ha
ga-egbu ha ka mmanya.
14 Ma [a]mba nile nke ga-ebuso
gị agha, Ọ ụlọ nke Israel, a ga-
atụgharị ha otu megide ibe ya,
ma ha [b]ga-adaba n'ime olulu
nke ha gwụworo iji ma ndị nke
Onye-nwe n'ọnya. Ma ndị nile
[c]ga-alụ ọgụ megide Zaịọn ka a
ga-ebibi, ma nnukwu akwụna-
kwụna, onye jehieworo ezigbo
ụzọ nile nke Onye-nwe, e, nnu-
kwu nzukọ ahụ rụrụ arụ,
ga-atụgharị daa [d]n'uzuzu ma
ukwuu ka ọdịda ya ga-adị.
15 N'ihi na lee, ka onye-amụ-
ma ahụ kwuru, oge ahụ na-abịa
ọsọ-ọsọ mgbe Setan na-agaghị
enwekwa ike ọzọ n'obi nile nke
ụmụ nke mmadụ; n'ihi na ụbọ-
chị ahụ na-abịarụ nso mgbe ndị
nile na-afuli elu na ndị ajọọ
omume ga-adị ka [a]ahihịa kpọrọ
nkụ; ma ụbọchị ahụ na-abịa
nke a [b]ga-akpọrịrị ha ọkụ.
16 N'ihi na oge ahụ na-abia
ọsọ-ọsọ mgbe uju nke [a]oke iwe
nke Chineke ga awụkwasị ụmụ
nke mmadụ nile; n'ihi na ọ
gaghị ekwe na ndị ajọọ-omume
ga-ebibi ndị ezi-omume.
17 Ya mere, ọ [a]ga-echekwa [b]ndị
ezi-omume site n'ike ya, ọbụna
ma ọ bụrụ na uju nke oke iwe
ya ga-abịarịrị, ma a ga-eche-
kwa ndị ezi-omume ọbụna ruo
n'iji ọkụ bibie ndị iro ha. Ya
mere, ndị ezi-omume ekwesịghị

9*e* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
*f* Jen. 12:2–3; 3 Nif. 20:27; Abr. 2:9–11.
10*a* Aisa. 52:10.
12*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*b* NGAN Ọchịchịrị nke Muọ.
*c* 2 Nif. 6:10–11.
*d* NGAN Onye-nzọpụta.
*e* NGAN Jehova.
13*a* NGAN Ekwensu—Nzukọ nke ekwensu.
*b* 1 Nif. 14:3, 15–17.
*c* 1 Nif. 21:26.
14*a* Luk 21:10.
*b* Aisa. 60:12; 1 Nif. 14:3; OznỌd. 109:25.
*c* 2 Nif. 10:13; 27:3.
*d* Aisa. 25:12.
15*a* Aisa. 5:23–24; Nehum 1:10; Mal. 4:1; 2 Nif. 15:24; 26:4–6; OznỌd. 64:23–24; 133:64.
*b* Abụọma 21:9; 3 Nif. 25:1; OznỌd. 29:9. NGAN Ụwa—Isacha ụwa.
16*a* 1 Nif. 14:17.
17*a* 2 Nif. 30:10; Moses 7:61.
*b* 1 Nif. 17:33–40.

ịtụ egwụ; n'ihi na otu a ka onye-amụma ahụ kwuru, ha ka a ga-azọpụta, ọbụna ma ọbụrụ na a ga e ji ọkụ.
18 Lee, ụmụnne m nwoke, a sị m unu, na ihe ndị a ga-abịa n'oge na-adịghị anya; e, ọbụna ọbara, na ọkụ, na igirigị anwụrụ ọkụ ga-abịarịrị; ma ọ ga-aburịrị n'elu iru nke ụwa nke a; ma ọ ga-abịakwute ụmụ mmadụ dịka n'anụ arụ ma ọ bụrụ na ha ga-emesi obi ha ike megide Onye-Nsọ nke Israel.
19 Ma lee, onye ezi-omume agaghị ala n'iyi; n'ihi na oge ahụ ga-abịarịrị mgbe ndị nile na-alụ ọgụ megide Zaịọn ga-abụ ndị e bepụrụ.
20 Ma Onye-nwe ga-edozi ụzọ nye ndị nke ya n'ezie, ruo n'imejupụta okwu nile nke Moses, nke o kwuru, na asị: [a]Onye-amụma ka Onye-nwe bụ Chineke unu ga-akpọlite nye unu, dịka o siri nye m; ya ka unu ga-anụrụ olu ya n'ihe nile ọbụla ọ ga-agwa unu. Ma ọ ga-eru na ndị nile ndị na-agaghị anụrụ olu onye-amụma ahụ a [b]ga-ebepụ ha site n'etiti ndị mmadụ.
21 Ma ugbua mu, bụ Nifaị, na-ekwupụtara unu, na [a]onye-amụma a nke Moses kwuru maka ya bụ Onye-Nsọ nke Israel; ya mere, ọ [b]ga-ekpe ikpe n'ụzọ ezi-omume.
22 Ma ndị ezi-omume ekwesịghị ịtụ egwụ, n'ihi na ha bụ ndị na-agaghị enwe mgbagwọjụ anya. Ma-ọbụ ala-eze nke ekwensu, nke a ga-ewulite n'etiti ụmụ nke mmadụ, bụ ala-eze e hiwere n'etiti ha bụ ndị nọ n'anụ arụ—
23 N'ihi na oge ahụ ga-abịa ọsọ-ọsọ mgbe [a]nzukọ nile e wuru maka inweta uru, na ndị nile e wuru maka inweta ike n'ebe anụ arụ di, na ndị e wuru maka inweta [b]aha ọma n'anya nke ndị ụwa, na ndị na-achọ iso ihe efu nile nke anụ arụ, na ihe nile nke ụwa, na ime ajọọ-omume dị iche iche; e, na nke nke; ndị nile ahụ na-eso ala-eze nke ekwensu bụ ndị kwesịrị ịtụ egwụ, na ịma jijiji, ma mee [c]mkpọtụ, ha bụ ndị a ga-ewedatarịrị ala baa n'uzuzu; ha bụ ndị ahụ [d]ga-erepịa dịka ahịhịa kpọrọ nkụ; ma nke a bụ dịka okwu nile nke onye-amụma ahụ siri dị.
24 Ma oge ahụ na-abịa ọsọ-ọsọ mgbe a ga-edupụta ndị ezi-omume dịka [a]ụmụ-ehi nke ọgba ahụ, ma Onye-Nsọ nke Israel ga achịrịrị n'ebe nile, na ezigbo ume, na ike, na nnukwu ototo.
25 Ma ọ [a]ga-achịkọta ụmụ ya site n'akụkụ anọ nile nke ụwa; ma ọ ga-agụ atụrụ ya ọnụ, ma ha amara ya; ma a ga-enwe otu ogige atụrụ na otu [b]Onye-ọzụzụ atụrụ; ma ọ ga-enyeju atụrụ ya

20*a* Jọn 4:19; 7:40.
*b* OznỌd. 133:63.
21*a* Deut. 18:15, 18; Ọlndoz. 3:20–23; 1 Nif. 10:4; 3 Nif. 20:23.
*b* Abụọma 98:9; Moses 6:57.
23*a* 1 Nif. 14:10; 2 Nif. 26:20. NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
*b* Luk 6:26; Alma 1:3.
*c* 2 Nif. 28:19.
*d* 2 Nif. 26:6.
24*a* Emọs 6:4; Mal. 4:2; 3 Nif. 25:2.
25*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*b* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.

afọ, ma n'ime ya ka ha ga-achọta
[c]ebe ịta nri-nke-ahihịa ndụ.
26 Ma n'ihi ezi-omume nke ndị
ya, [a]Setan enweghị ike ọbụla;
ya mere, a gaghị atọpụ ya ruo
ohere [b]ọtụtụ afọ; n'ihi na o
nweghị ike n'ebe obi nke ndị
mmadụ dị, n'ihi na ha na-ebi
n'ezi-omume, ma Onye-Nsọ nke
Israel [c]na-achị.
27 Ma ugbua lee, mụ, Nifaị,
na-asị gị na ihe nile ndị a ga-
abịarịrị dịka n'anụ arụ.
28 Ma, lee, mba nile, ebo nile,
asụsụ nile, na ndị mmadụ nile
ga-ebi na-nchekwa n'ime Onye-
Nsọ nke Israel ma ọbụrụ na ha
[a]ga-echegharị.
29 Ma ugbua mụ, Nifaị, abịa-
wo na njedebe; n'ihi na a chọghị
m ikwu gaa n'iru ugbua gbasara
ihe ndị a nile.
30 Ya mere, ụmụnne m nwoke,
ọ ga-adị m mma ma ọbụrụ na
unu ga-atụgharị uche mata na
ihe ndị e deworo n'elu [a]epekele
bras nile a bụ ezi-okwu; ma
ha na-agba-ama na mmadụ
ga-eruberịrị isi n'iwu-nsọ nile
nke Chineke.
31 Ya mere, unu ekwesịghị iche
na mụ na nna m bụ nanị ndị
gbaworo ama, na kwa kuzie ha.
Ya mere, ọ bụrụ na unu ga-
erube isi [a]n'iwu-nsọ nile, ma
nọgide ruo ọgwụgwụ, a ga-azọ-
pụta unu n'ụbọchị ikpe-azụ.
Ma otu a ka ọ dị. Amen.

# AKWỤKWỌ NKE ABỤỌ NKE NIFAỊ

Nkọwasị maka ọnwụ nke Lihaị. Ụmụnne Nifaị ndị nwoke wee nupu isi megide ya. Onye-nwe dọrọ Nifaị aka na ntị ka ọ puọ baa n'ime ọzara. Njem ya nile n'ime ọzara na ihe ndị ọzọ.

## ISI 1

*Lihaị wee buo amụma gbasara ala nke ntọhapụ—Mkpụrụ-afọ ya ka a ga-ekposasị ma tie ihe ma ọ bụrụ na ha jụ ịnabata Onye-Nsọ nke Israel—O wee gbaa ụmụ ya ume ka ha yiri ngwa agha nke ezi-omume. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na
mgbe mụ, Nifaị, bịaruworo
n'isi ngwụcha nke ikuziri ụmụn-
ne m, [a]nna anyị Lihaị kwukwaa-
ra ha ọtụtụ ihe, ma kwụgharịara
ha, ụdi nnukwu ihe Onye-nwe
mewooro ha n'ịkpọpụta ha site
n'ala Jerusalem.
2 Ma ọ gwara ha okwu gbasara
[a]nnupụ isi ha n'elu mmiri ahụ,

25*c* Abụọma 23.
26*a* Mkpu. 20:2; Alma 48:17; OznỌd. 43:31; 45:55; 88:110; 101:28. NGAN Ekwensu.
*b* Jekọb 5:76.
*c* NGAN Oge Jisus Ga-abịa n'Ụwa Chịa Otu Puku Afọ.
28*a* NGAN Chegharia, Nchegharị; Gbaghara.
30*a* 2 Nif. 4:2.
31*a* Mat. 19:17. NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
[2 NIFAỊ]
1 1*a* NGAN Nke Onye-isi Ezi na Ụlọ, Onye-isi Ezi na Ụlọ.
2*a* 1 Nif. 18:9–20.

na ebere nile nke Chineke site
n'ihapụrụ ha ndụ ha, nke mere
na elodaghị ha n'ime osimiri
ahụ.
3 Ma ọ gwakwara ha okwu
gbasara ala e kwere na nkwa,
nke ha nwetaworo—ụdị obi
ebere Onye-nwe nwere n'idọ
anyị aka na ntị ka anyị gbapụ
site n'ala Jerusalem.
4 N'ihi na, lee, o kwuru, a
hụwo m [a]ọ́hụ̀, nke m si n'ime
ya mata na e bibiwo [b]Jerusalem;
ma ọ bụrụ na anyị gaara nọrọ
n'ime Jerusalem, anyị gaara
abụ ndị [c]lara n'iyi.
5 Ma na, o kwuru, na-agba-
nyeghị mkpagbu anyị nile, anyị
enwetawo [a]ala e kwere na nkwa,
ala a [b]họọrọ karịa ala ndị ọzọ;
ala nke Onye-nwe Chineke
jiworo mee ihe [c]ọgbụgba-ndụ
mụ na ya, kwesịrị ịbụ ala nke
nketa mkpụrụ-afọ m. E, Onye-
nwe ejiwo ala a mee ihe ọgbụ-
gba-ndụ nye m, ma nye ụmụ m
ruo mgbe nile, na kwa ndị nile
a ga-edupụta site na mba ọzọ
nile site n'aka nke Onye-nwe.
6 Ya mere, mụ, Lihaị, na-ebu
amụma dịka ọrụ nile nke Mụọ
nke di n'ime m siri dị, na [a]ọdịghị
onye ọbụla ga-abịa n'ime ala a
ma ọbụghị na a kpọtara ndị
ahụ site n'aka nke Onye-nwe.
7 Ya mere, [a]ala a ka e doworo
nsọ nye ya bụ onye ọ ga-kpọta.
Ma ọbụrụ na ha ga-ejere ya ozi
site n'idebe iwu-nsọ nile ahụ
nke o nyeworo, ọ ga-abụ ala nke
[b]ntọhapụ nye ha; ya mere,
ọdịghị mgbe a ga-ewedata ha
ala na ndọkpụ n'agha; ọbụrụ
otu a, ọ ga-abụ n'ihi mmebi
iwu, n'ihi na ọbụrụ na mmebi
iwu ga-aba ụba, a [c]ga-abụ ala
ahụ ọnụ n'ihi ha, ma na nye ndị
ezi-omume, a ga-agọzi ya ruo
mgbe nile.
8 Ma lee, Ọ bụ amamihe ka
ezobegodi ala a, ka ndị mba ọzọ
ghara ịmata maka ya; n'ihi na
lee, ọtụtụ mba ga-emeri ala ahụ
na agha, nke ga-eme ka a ghara
kwa inwe ebe maka nketa.
9 Ya mere, mụ, Lihaị, enweta-
wo nkwa, na [a]ọbụrụraa na ndị
nile Onye-nwe Chineke ga-
akpọpụta site n'ala Jerusalem
ga-edebe iwu-nsọ ya nile, ha
ga-enwe [b]ọga n'iru n'elu iru nke
ala nke a; ma a ga-edebe ha iche
n'ebe mba ndị ọzọ nọ, ka ha
wee-nwere ala a n'onwe ha. Ma
ọbụrụ na ha [c]ga-edebe iwu-nsọ
ya nile, a ga-agọzi ha n'elu iru
ala a, ma ọdịghị onye ga-eme-
gide ha, ma-ọbụ napụ ha ala
ahụ bụ nke nketa ha, ma ha
ga-ebi na-enweghị nsogbu ruo
mgbe nile.
10 Ma lee, mgbe oge ruru na ha
ga-ala azụ site n'ekweghị ekwe,
mgbe ha nwetasịworo nnukwu
ngọzi ndị a nile site n'aka nke
Onye-nwe—ebe ha matara ihe

4*a* NGAN Ọ́hụ̀.
*b* 2 Ndez. 24:14–15; Jer. 44:2; 1 Nif. 1:4; Hil. 8:20.
*c* Alma 9:22.
5*a* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*b* Ita 2:9–10.
*c* NGAN Ọgbụgba-ndụ.
6*a* 2 Nif. 10:22.
7*a* Mosa. 29:32; Alma 46:10, 20.
*b* 2 Nif. 10:11. NGAN Ntọhapụ.
*c* Alma 45:10–14, 16; Mọm 1:17; Ita 2:8–12.
9*a* 2 Nif. 4:4; Alma 9:13.
*b* Deut. 29:9.
*c* NGAN Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.

gbasara okike nke ụwa, na
mmadụ nile, matakwa nnukwu
na oke ọrụ ịtụ n'anya nile nke
Onye-nwe site n'okike ụwa; ebe
e nwere ike e nyere ha ime ihe
nile site n'okwukwe, nwere iwu-
nsọ nile site na mmalite; na
ebe a kpọtara ha site n'ịdị
mma ya na-enweghị òkè n'ime
ala nke a dị oke-ọnụ-ahịa e
kwere na nkwa — lee, A sị m,
ọbụrụ na ụbọchị ga-abịa na ha
ga-ajụ Onye-Nsọ nke Israel, ezi
[a]Mesaịa, Onye-mgbapụta ha na
Chineke ha, lee, ikpe nile nke
ya zịrị ezi ga-abịakwasị ha.
11 E, Ọ ga-eweta [a]mba ndị ọzọ
tinyere ha, ma ọ ga-enye ha ike,
ọ ga-anakwara ha ala nile nke
onwunwe ha, ma ọ ga-eme ha
ka ha [b]gbasasịa ma e tie ha ihe
otiti.
12 E, dịka otu ọgbọ na-agafe
ruo n'ọzọ, a ga-enwe [a]nkwafu
ọbara, na ọtụtụ nnukwu nleta
n'etiti ha; ya mere, ụmụ m, ọ
ga-adị m mma ma ọbụrụ na unu
ga-echeta; e, ọ ga-adị m mma
ma ọ bụrụ na unu ga-aña ntị
n'okwu m nile.
13 O ọ dị m ka a sị na unu ga
eteta n'ụra; teta n'ụra dị omimi,
e, ọbụna site n'ụra nke [a]ala mụọ,
ma hụchapụ [b]agbụ nke di egwu
nke e jiri kee unu, nke bụ agbụ
kere ụmụ nke mmadụ, nke bụ
na a dọkpụrụ ha n'agha gbada
ruo [c]olulu ịhụju-anya na ahụhụ
ebighi-ebi.
14 Tetanụ! ma bilienụ site n'u-
zuzu, ma nụrụnụ okwu nile nke
onye [a]mụrụ unu onye na-ama
jijiji, onye nke unu ga-atọgbọ
anụ arụ ya n'ala na nso nso a
n'oyi ọtụtụ na ịda jụụ nke [b]ili,
site n'ebe ọdịghị onye ije nwere
ike ịlọta; mkpụrụ ụbọchị ole na
ole fọdụrụ ka m gaa [c]ụzọ nke
ụwa nile.
15 Ma lee, Onye-nwe [a]agbapụ-
tawo mkpụrụ-obi m site n'ala
mụọ; A hụwo m otuto ya, ma
[b]aka nke [c]ịhụnanya ya gbara
m gburu-gburu ruo mgbe ebi-
ghi-ebi.
16 Ma a na m achọsike na unu
ga-echeta idebe [a]iwu nile e dere
ede na ikpe nile nke Onye-nwe;
lee, nke a abụrụwọrị ihe mkpụ-
rụ-obi m na-echekasị onwe ya
site na mmalite.
17 Mkpụrụ-obi m ka iru uju
nyịdaworọrị site n'oge ruo
n'oge, n'ihi egwu atụwo m,
na eleghị anya n'ihi imesike
nke obi unu nile ka Onye-nwe
Chineke unu ga-apụta n'uju nke
[a]oke iwe ya, bịakwasị unu, na a
[b]ga-ebepụ ma bibie unu ruo
mgbe nile.
18 Ma ọbụ, na ịbụ-ọnụ ga-
abịakwasị unu mgbe [a]ọtụtụ
ọgbọ gasịworo, ma a ga-eji mma-
agha leta unu, na ụnwụ, ma a

10*a* NGAN Mesaia.
11*a* 1 Nif. 13:12–20; Mọm 5:19–20.
*b* 1 Nif. 22:7.
12*a* Mọm 1:11–19; 4:11.
13*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Alma 12:9–11.
*c* 1 Nif. 15:28–30; Hil. 3:29–30.
14*a* NGAN Ndị Nne na Nna.
*b* NGAN Ọnwụ nke Arụ.
*c* Josh. 23:14.
15*a* Alma 36:28. NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* Jekọb 6:5; Alma 5:33; 3 Nif. 9:14.
*c* Ndi Rom 8:39. NGAN Ịhụnanya.
16*a* Deut. 4:5–8; 2 Nif. 5:10–11.
17*a* 2 Nif. 5:21–24; Alma 3:6–19.
*b* Mosa. 12:8.
18*a* 1 Nif. 12:20–23.

ga-akpọ unu asị, ma a ga-eduru unu dịka uche na ndọkpụ n'agha nke [b]ekwensu siri dị.

19 O ụmụ m ndịkom, ka ihe ndị a nile ghara ịbịakwasị unu, ma ka unu bụrụ [a]ndị ahọpụtara na ndị Onye-nwe gosiri iru ọma. Ma lee, ka uche ya mee; n'ihi na ụzọ ya nile bụ [b]ụzọ ezi-omume ruo mgbe nile.

20 Ma O kwuuwo na: [a]Ọbụrụraa na unu ga-edebe [b]iwu-nsọ m nile unu ga-enwe [c]ọgan'iru n'ala ahụ; ma ọbụrụraa na unu agaghị edebe iwu-nsọ m nile a ga-ebepụ unu site n'ebe m nọ.

21 Ma ugbua ka obi m wee nweta ọñụ n'ime unu, na kwa ka mkpụrụ-obi m wee hapụ ụwa nke a n'obi ụtọ n'ihi unu, ka aghara iwedata m na mwuta na iru uju n'ala ili, bilie site n'uzuzu, ụmụ m, ma bụrụnụ ndịkom [a]ndị nwoke, ma nweenụ mkpebi [b]n'otu uche na n'otu obi, dị n'otu n'ihe nile, ka unu ghara ịgbadata n'ime ndọkpụ n'agha.

22 Ka a ghara iji ọbụbụ-ọnụ nke oke iwe bụọ unu ọnụ; na kwa, ka unu ghara ịdaba n'ime ịkpasu [a]Chineke nke na-ekpe ikpe zịrị ezi obi ọjọọ n'aru unu, ruo na mbibi, e, mbibi nke mgbe ebighi-ebi nke mkpụrụ-obi na arụ.

23 Teta, ụmụ m ndị nwoke; yikwasịnụ [a]ngwa-ọgụ nke ezi-omume. Hụchapụ agbụ nile ahụ nke e jiri kee unu, ma si nụ n'ọchịchịrị pụta, ma bilie site n'uzuzu.

24 Unu e nupukwala isi ọzọ megide nwanne unu nwoke, onye nke echiche ya diworo otuto, na onye debeworo iwu-nsọ nile site n'oge anyị hapụrụ Jerusalem; na onye nke buworọrị ngwa-ọrụ n'aka nile nke Chineke, site n'ịkpọpụta anyị rute n'ala e kwere na nkwa; n'ihi na a sị na ọbụghị ya, anyị gaara alaworịị n'iyi site [a]n'agụụ n'ime ọzara; otu o sila dị, unu chọrọ [b]iwepụ ndụ ya, e, ma ọ hụsiwo anya nke mwute n'ihi unu.

25 Ma a na m atụ nnukwu egwụ na-ama jijiji n'ihi unu, ka ọ ghara ịhụsianya ọzọ; n'ihi na lee, unu ebowo ya ebubo na ọ chọrọ ike na ikike iwu iji chịwa unu; mana a ma m na ọ chọghịrịị ike ma-ọbụ [a]ikike iwu iji chịwa unu, kama ọ chọwororịị otuto nke Chineke, na ọdịmma nke mgbe ebighi-ebi unu.

26 Ma unu atamuwo n'ihi na ọ na-ekwupụtara unu ezi-okwu. Unu sị na o jiwo [a]imesi-ike; unu sị na o wesowo unu iwe; ma lee, imesi-ike ya bụ imesị-ike nke ike nke okwu Chineke, nke dịịrị n'ime ya; ma ihe ahụ unu na-akpọ iwe bụụrụ ezi-okwu, dịka ihe ahụ dị n'ime Chineke siri dị, nke ọ na-enweghị ike

18*b* NGAN Ekwensu.
19*a* NGAN Họpụtaworo (nkọwa-aha ma-ọbụ aha).
*b* Hosea 14:9.
20*a* Jarọm 1:9; Mosa. 1:6–7; Alma 9:13–14.
*b* Lev. 26:3–14; Joel 2:23–26.
*c* Abụọma 67:6; Mosa. 2:21–25.
21*a* 1 Sam. 4:9; 1 Ndez. 2:2.
*b* Moses 7:18.
22*a* OznỌd. 3:4.
23*a* Ndị-Efe. 6:11–17.
24*a* 1 Nif. 16:32.
*b* 1 Nif. 16:37.
25*a* Jen. 37:9–11.
26*a* Ilu 15:10; 1 Nif. 16:2; Moro. 9:4; OznỌd. 121:41–43.

igbochị, na-igosịpụta nke ọma
gbasara ajọọ-omume unu nile.
27 Ma ọ ga abụrịrị na [a]ike nke
Chineke dịnyere ya, ọbụna ruo
na inye unu iwu na unu ga-
eruberịrị-isi na olu ya. Ma lee,
ọbụghị ya, ma-ọbụ [b]Mụọ nke
Onye-nwe nke di n'ime ya, nke
[c]meghere ọnụ ya n'ikwu okwu
nke mere na onweghịkwa ike
ikpuchi ya.
28 Ma ugbua nwa m nwoke,
Leman, na kwa Lemuel na Sam,
na kwa ụmụ m ndị nwoke bụ
ụmụ Ịshmel, lee, ọbụrụ na unu
ga aña ntị n'ọlụ nke Nifaị, unu
agaghị ala-n'iyi. Ma ọbụrụ na
unu ga aña ntị n'olu ya, a na m
arapụrụ unu [a]ngọzi, e, ọbụna
ngọzi nke mbụ m.
29 Ma o bụrụ na unu agaghị
aña ntị n'olu ya, a ga m ewepụ
[a]ngọzi nke mbụ m, e, ọbụna
ngọzi m, ma ọ ga-adakwasị ya.
30 Ma ugbua, Zoram, a na m
agwa gị: lee, ị bụ [a]nwa oru nke
Leban; otu o sila dị, a kpọpụta-
wo gị site n'ala Jerusalem, ma a
ma m na ị bụ ezigbo enyi nwa
m nwoke, Nifaị, ruo mgbe nile.
31 Ya mere, n'ihi na i kwesịrị
ntụkwasị-obi, mkpụrụ-afọ gị ka
a ga-agọzi ha na [a]mkpụrụ-afọ
nke ya, ka ha nwe ike bie
n'ọgan'iru ogologo oge n'elu
ala nke a; ma ọdighị ihe ọbụla
ma ọbụghị ajọọ-omume n'etiti ha
ga-emerụ ha arụ ma-ọbụ nye
nsogbu n'ebe ọgan'iru ha dị n'elu
iru nke ala nke a ruo mgbe nile.
32 Ya mere, ọbụrụ na unu
ga-edebe iwu-nsọ nile nke Onye-
nwe, Onye-nwe edowo ala nke a
nsọ maka nchekwa nke mkpụ-
rụ-afọ gị ya na mkpụrụ-afo nwa
m nwoke.

## ISI 2

*Mgbapụta na-abịa site n' Mesaịa ahụ dị Nsọ—Inwere-onwe nke nhọrọ (ohere ịhọrọ) dị mkpa na ndụ na ịga n'iru—Adam dara ka mmadụ wee dị—Mmadụ nwere ohere ịhọrọ ntọhapụ na ndụ ebi-ghi-ebi. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, Jekọb, a na m agwa
gị: Ị bụ [a]nwa mbụ m n'ụbọchị
mkpagbu m n'ọzara. Ma lee,
mgbe ị dị na nwata i hụworọrịị
ahụhụ nke mkpagbu na nnu-
kwu ihe mwute, n'ihi okwu na-
enweghị nrube-isi nke ụmụnne
gị ndị nwoke.
2 Otu o sila dị, Jekọb, nwa
mbụ m n'ime ọzara, ị matara
ịdị ukwuu nke Chineke; ma ọ
ga-agọzi mkpagbu gị nile ka ha
bụrụ uru gị.
3 Ya mere, mkpụrụ-obi gị ka
aga-agọzi, ma ị ga-ebi n'udo, gị
na nwanne gị nwoke, Nifaị; ma
ụbọchị gị nile ka ị ga-eji jeere
Chineke gị ozi. Ya mere, a ma
m na a gbapụtawo gị, n'ihi ezi-
omume nke Onye-mgbapụta gị;
n'ihi na ị hụwo nke a na n'ozuzu
oge akara aka ọ ga-abịa iweta
nzọpụta nye ụmụ mmadụ.
4 Ma ị [a]hụwọrịị na nwata gị,

27*a* 1 Nif. 17:48.
*b* OznỌd. 121:43.
*c* OznỌd. 33:8.
28*a* NGAN Ọnọdụ Ọkpara.
29*a* Abr. 1:3.
30*a* 1 Nif. 4:20, 35.
31*a* 2 Nif. 5:6.
**2** 1*a* 1 Nif. 18:7.
4*a* 2 Nif. 11:3;
Jekọb 7:5.

ebube ya; ya mere, a ga-agọzi gị
ọbụna dịka ha bụ ndị ọ ga-ekwu-
sara ozi ọma n'anụ arụ, n'ihi na
Mụọ ahụ bụ otu ihe ahụ, ụnya-
hụ, taa, na ruo mgbe nile. Ma
emeziri ụzọ ahụ site n'ọdịda nke
mmadụ, ma nzọpụta bụ [b]n'efu.
5 Ma akụziworo mmadụ otu
o zuuru ha nke ga-eme ka ha
[a]mata mma na njọ. Ma iwu ahụ
ka e nyere ụmụ mmadụ. Ma site
n'iwu ahụ ọdịghị anụ arụ [b]ikpe
na-amaghị; ma ọbụ, site n'iwu
ahụ [c]e bepụrụ ụmụ mmadụ. E,
site n'iwu nke arụ e bepụrụ ha;
na kwa, site n'iwu nke mụọ ha
n'ala n'iyi site n'ihe dị mma,
ma bụrụ ndị nọ na nhuju-anya
ruo mgbe nile.
6 Ya mere, [a]mgbapụta na-abịa
n'ime na site na [b]Mesaịa dị Nsọ;
n'ihi na o jupụtara na [c]amara na
ezi-okwu.
7 Lee, o nyewo onwe ya dịka
[a]ihe ịchụ-aja nke mmehie, ịza
ajụjụ nke nsọtụ nile nke iwu
ahụ, nye ndị nile nwere obi
tiwara etiwa na mụọ nke nche-
gharị; ma ọdịghị onye ọzọ ọbụ-
la a ga azara [b]nsọtụ nile nke
iwu ahụ.
8 Ya mere, lee otu o si dị nnu-
kwu mkpa ime ka ndị bi n'ụwa
mata ihe ndị a, ka ha mata na
onweghị anụ arụ ọbụla nwere
ike ibi n'iru Chineke, [a]ma ọbụ-
ghị site n'ikwesi ekwesi, na obi
ebere, na amara nke Mesaịa ahụ
dị Nsọ, onye tọgbọworo ndụ ya
dịka n'anụ arụ, ma were kwa
ya ọzọ site n'ike nke Mụọ ka o
nwe ike iweta na mmezu [b]mbi-
lite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ
anwụ, ebe ọbụ onye mbụ ga-
ebilite.
9 Ya mere, ọ bụ mkpụrụ mbụ
nye Chineke, ebe ọbụ na ọ
[a]ga-arịọrọ ụmụ nke mmadụ nile
arịrịọ; ma ndị kwere na ya ka a
ga-azọpụta.
10 Ma n'ihi arịrịọ maka [a]mma-
dụ nile, mmadụ nile na-abịa-
kwute Chineke; ya mere, ha
na-eguzọ n'iru ya ka o [b]kpee ha
ikpe dịka ezi-okwu na [c]ịdị nsọ
nke dị n'ime ya. Ya mere, nsọtụ
nile nke iwu nke Onye Nsọ ahụ
nyeworo, ruo na inye ntaram-
ahụhụ nke na-eso ya, ntaram-
ahụhụ ahụ nke na-eso ya megi-
dere nke añụrị ahụ na-eso ya,
iji zaa nsọtụ nile nke [d]aja mgba-
ghara mmehie ahụ —
11 N'ihi na ọ dịrịrị mkpa, na a
ga-enwe [a]mmegide n'ihe nile.
A sị na ọdịghị otu a, nwa mbụ

4*b* NGAN Amara.
5*a* Moro. 7:16.
*b* Ndi Rom 3:20; 2 Nif. 25:23; Alma 42:12–16. NGAN Mee Ka o Zi-ezi, Nkwado Izi-ezi.
*c* 1 Nif. 10:6; 2 Nif. 9:6–38; Alma 11:40–45; 12:16, 24; 42:6–11; Hil. 14:15–18.
6*a* 1 Nif. 10:6; 2 Nif. 25:20; Alma 12:22–25. NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*b* NGAN Mesaia.
*c* Jọn 1:14, 17; Moses 1:6.
7*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* Ndi Rom 10:4.
8*a* 2 Nif. 25:20; 31:21; Mosa. 4:8; 5:8; Alma 38:9.
*b* 1 Ndị-Kọ 15:20; Alma 7:12; 12:24–25; 42:23. NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
9*a* Aisa. 53:1–12; Mosa. 14:12; 15:8–9.
10*a* NGAN Onye-mgbapụta.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*c* NGAN Ịdị-nsọ.
*d* 2 Nif. 9:7, 21–22, 26; Alma 22:14; 33:22; 34:9.
11*a* OznỌd. 29:39; 122:5–9. NGAN Ihe Isi-ike.

m n'ime ọzara, agaraghị eweta
na mmezu ezi-omume, ọbụghị
ma ajọọ omume, ọbụghị ma ịdị
nsọ ma-ọbụ nhuju-anya, ọbụ-
ghị mma ma-ọbụ njọ. Ya mere,
ihe nile kwesịrịri ka achịkọta ha
ọnụ n'otu; ya mere, ọ bụrụ na a
ga-enwe otu arụ, ọ ga adirịrị ka
ihe nwụrụ anwụ, na-enweghị
ndụ, ọbụghị ma ọnwụ, ma-ọbụ
ire-ure ma-ọbụ ereghị-ure, añụrị
ma-ọbụ nhuju-anya, ọbụghị ma
uche ma-ọbụ enweghị uche.
12 Ya mere, ọ ga-akarịrị mma
na ekere ya n'ihe efu; ya mere, a
garaghị enwe [a]ebum-n'obi na
ngwụcha nke okike ya. Ya mere,
ihe nke a ga-achọrịrị ibibi ama-
mihe nke Chineke na ebum-
n'obi ebighị-ebi ya nile, na kwa
ike, na obi ebere, na [b]ikpe zịrị-
ezi nke Chineke.
13 Ma ọbụrụ na unu ga-asị [a]na
iwu adịghị, unu ga-asị kwa na
mmehie adịghị. Ọ bụrụ na unu
ga-asị na mmehie adịghị, unu
ga-asị kwa na ezi-omume adị-
ghị. Ma ọ bụrụ na ezi-omume
adịghị, añụrị adịghị. Ma ọbụrụ
na ezi-omume adịghị ma-ọbụ
añụrị, o nweghị ntaram-ahụhụ
ma-ọbụ nhuju-anya dị. Ma ọ
bụrụ na ihe ndị a adịghị,
[b]ọdịghị Chineke dị. Ma ọbụrụ
na Chineke adịghị, anyị adịghị,
ọbụghị ma ụwa n'ihi na agara-
ghị enwe okike nke ihe nile,
ọbụghị ma o nwere ihe ga-eme
ma-ọbụ ihe a ga-eme; ya-mere,
ihe nile gaararịị apụ n'anya.
14 Ma ugbua, ụmụ m ndị nwo-
ke, a na m agwa unu ihe ndị a
maka nrite uru na ọmụmụ ihe
unu; n'ihi na Chineke dị, ma [a]o
kewo ihe nile, ma elu-igwe nile
ma ụwa, na ihe nile dị n'ime ha,
ma ihe ndị ga-eme eme ma ndị
a [b]ga-eme eme.
15 Ma iji mezuo [a]ebum-n'obi
ebighi-ebi ya nile n'ime ngwụ-
cha nke mmadụ, mgbe o kesị-
woro nne na nna anyị mbụ, na
anụ ọhịa na anụ ufe nke ikụkụ,
ma na nke-nke, ihe nile e kere-
eke, ọ ga-adịrịrị mkpa na e nwe-
re otu ihe ga-eguzo megide;
ọbụna [b]mkpụrụ-osisi a [c]sị erila
na mmegide nke [d]osisi nke ndụ;
otu bụrụ nke dị ụtọ ma nke ọzọ
dị ilụ.
16 Ya mere, Onye-nwe Chineke
nyere mmadụ ka o jiri aka ya
[a]mee ihe ọ ga-eme. Ya mere,
mmadụ enweghị ike iji aka ya
mee ihe ọ chọrọ, ma ọbụghị na
otu ihe [b]toro ya akpịrị ma-ọbụ
nke ọzọ.
17 Ma mụ, Lihaị, dịka ihe nile
ndị m gụpụtaworo, kwesịrị iwe-
re ya dịka na [a]mụọ-ozi Chineke,
dịka ihe e deworo ede, [b]esịwo
n'elu-igwe daa; ya mere, ọ ghọ-
wo [c]ekwensu, ebe ọ chọworo
ime ihe dị njọ n'anya Chineke.

12*a* OznỌd. 88:25–26.
NGAN Ụwa—E kere ya maka mmadụ.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
13*a* 2 Nif. 9:25.
*b* Alma 42:13.
14*a* NGAN Kee, Okike.
*b* OznỌd. 93:30.
15*a* Aisa. 45:18; Alma 42:26; Moses 1:31, 39.
*b* Jen. 3:6; Alma 12:21–23.
*c* Jen. 2:16–17; Moses 3:17.
*d* Jen. 2:9; 1 Nif. 15:22, 36; Alma 32:40.
16*a* 2 Nif. 10:23; Alma 12:31.
NGAN Ohere-Ihọrọ.
*b* OznỌd. 29:39–40.
17*a* NGAN Ekwensu.
*b* Aisa. 14:12; 2 Nif. 9:8; Moses 4:3–4; Abr. 3:27–28.
*c* NGAN Ekwensu.

18 Ma n'ihi na o siwo n'elu-
igwe dapụ, ma buruzie onye nọ
na nhuju-anya ruo mgbe nile, ọ
[a]chọkwara nhuju-anya nke ndị
mmadụ nile. Ya mere, ọ siri [b]Iv,
e, ọbụna agwọ ochie ahụ, nke
bụ ekwensu ahụ, nke bụ nna
nke [c]okwu ụgha nile, ya mere, ọ
sịrị: Rie mkpụrụ-osisi a sị erile,
ma ị gaghị anwụ, kama ị ga-adị
ka Chineke, [d]mata mma na njọ.
19 Ma mgbe Adam na Iv
[a]riworo mkpụrụ-osisi a sị erila, a
chụpụrụ ha site na ogige [b]Iden,
ka ha na-akọ ala.
20 Ma ha akpọpụtawo ụmụa-
ka, e, ọbụna [a]ezi na ụlọ nke ụwa
nile.
21 Ma ụbọchị nile nke ụmụ
nke [a]mmadụ ka e mere ka ọ dị
ogologo, dịka ọchịchọ Chineke
siri dị, ka ha nwe ike [b]chegharịa
mgbe ha nọ n'anụ aru; ya mere,
ọnọdụ ha wee bụrụ ọnọdụ nke
[c]mnwale, ma oge ha ka e mere
ka otowanye ogologo, dịka iwu-
nsọ nile ndị ahụ nke Onye-nwe
Chineke nyere ụmụ nke mma-
dụ. N'ihi na o nyere iwu-nsọ
na mmadụ nile ga-echegharịrị;
n'ihi na o gosịrị mmadụ nile na
ha [d]efuwo, n'ihi njehie nke ndị
mụrụ ha.
22 Ma ugbua, lee, ọbụrụ na
Adam ejehieghị, ọ garaghị ada,
kama ọ gaara anọgide n'ime
ogige Iden. Ma ihe nile ndị e
kere eke gaara anọgide n'otu
ọnọdụ ahụ nke ha nọ mgbe e
kesịrị ha; ma ha gaara anọgide-
rịrị ruo mgbe nile, ma ghara
inwe nsọtụ.
23 Ma ha agaraghị enwe [a]ụmụ;
ya mere, ha gaara anọgide n'ọ-
nọdụ enweghị ụta, enweghị
ọñụ, n'ihi na ha amaghị ahụhụ
ọbụla, emeghị ihe ọma, n'ihi na
ha amaghị mmehie ọbụla.
24 Ma lee, ihe nile ka e meworo
site na amamihe nke ya bụ
[a]Onye-maara ihe nile.
25 [a]Adam [b]dara ka mmadụ
wee dịrị; ma mmadụ [c]dị, ka ha
wee nwee [d]ọñụ.
26 Ma [a]Mesaịa ahụ ga-abịa n'o-
zuzu oge akara aka, ka o nwee
ike [b]gbapụta ụmụ nke mmadụ
site n'ọdịda ahụ. Ma n'ihi na a
gbapụtara ha site n'ọdịda ahụ
ha abụrụwo ndị [c]nwere onwe ha
ruo mgbe nile, mara mma na
njọ; ka ha mee ihe ha chọrọ ime
na-abụghị ihe e mere ka ha
mee, ma ọbụghị site na ntaram-
ahụhụ nke [d]iwu na nnukwu
na ụbọchị ikpeazụ, dịka iwu-
nsọ nile nke Chineke nyeworo
siri dị.

18*a* 2 Nif. 28:19–23;
3 Nif. 18:18;
OznỌd. 10:22–27.
*b* NGAN Iv.
*c* 2 Nif. 28:8;
Moses 4:4.
*d* Jen. 3:5; Alma 29:5;
Moro. 7:15–19.
19*a* Alma 12:31.
NGAN Ọdịda nke
Adam na Iv.
*b* NGAN Iden.
20*a* OznỌd. 138:38–39.
21*a* Alma 12:24;
Moses 4:23–25.
*b* Alma 34:32.
NGAN Chegharịa,
Nchegharị.
*c* NGAN Ịnwụ Anwụ,
Na-anwụ Anwụ.
*d* Jekọb 7:12.
23*a* Moses 5:11.
24*a* NGAN Chineke,
Chi-ukwu.
25*a* NGAN Adam.
*b* Moses 6:48.
NGAN Ọdịda nke
Adam na Iv.
*c* NGAN Ịnwụ Anwụ,
Na-anwụ Anwụ.
*d* Moses 5:10.
NGAN Ọñụ; Nwoke,
ndị Nwoke.
26*a* NGAN Mesaia.
*b* NGAN Atụmatụ nke
Mgbapụta.
*c* Alma 42:27;
Hil. 14:30.
*d* NGAN Iwu.

27 Ya mere, mmadụ nile [a]nwe
onwe ha dịka n'anụ arụ; ma ihe
nile nke e nyere ha bụ ihe ndị dị
mmadụ mkpa. Ma ha ka ọ dịịrị
[b]ịhọrọ ntọhapụ na [c]ndụ ebighi-
ebi, site na nnukwu Onye-ogbu-
gbo nke mmadụ nile, ma-ọbụ
ịhọrọ ndọkpụ n'agha na ọnwụ,
dịka ndọkpụ n'agha na ike
nke ekwensu siri dị; n'ihi na ọ
na-achọ ka mmadụ nile nọdụ
n'ọnọdụ nhuju-anya dịka ya
n'onwe ya.
28 Ma ugbua, ụmụ m ndị
nwoke, ọ ga-adị m mma ma asị
na unu ga-elekwasị nnukwu
[a]Onye-ogbugbo ahụ anya, ma
ñaa ntị na nnukwu iwu-nsọ ya
nile; ma nwe okwukwe n'okwu
ya nile ma họrọ ndụ ebighi-ebi,
dịka ọchịchọ nke Mụọ Nsọ
ya siri dị;
29 Ma ghara ịhọrọ ọnwụ ebi-
ghi-ebi, dịka ọchịchọ nke anụ
arụ na ihe ọjọọ nke dị n'ime ya
siri dị, nke na-enye mụọ nke
ekwensu ike ime ka ọ [a]dọkpụrụ
unu, iwedata unu ruo [b]n'ala
mụọ, ka o wee chịwa unu n'ala-
eze nke ya.
30 Ekwuwo m okwu ole na ole
ndị a nye unu nile, ụmụ m ndị
nwoke, n'ụbọchị ikpe-azụ nke
mnwale m; ma a họrọwo m
akụkụ nke ka mma, dịka okwu
nile nke onye-amụma ahụ siri
dị. Ma enweghị m mkpa ọzọ ka-
rịa ọdịmma mgbe nile na-adigi-
de nke mkpụrụ-obi unu. Amen.

## ISI 3

*Josef n'Ijipt hụrụ ndị Nifaị n'óhù—O buru amụma maka Joseph Smith, onye ọhụ-ụzọ nke oge ikpeazụ; maka Moses, onye ga-anapụta Israel; na maka mbịarute Akwụkwọ nke Mọmọn. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua a na m agwa gị Josef,
[a]nwa-ikpeazụ m. A mụtara gị
n'ime ọzara n'ime mkpagbu m
nile; e, n'ụbọchị nile nke nnu-
kwu iru-uju m karịsịrị ka nne gị
mụrụ gị.
2 Ma, ka Onye-nwe doo [a]ala
nke a nsọ nye gị, nke bụ ala
kachasị oke-ọnụ-ahịa, maka
nketa gị na nketa nke mkpụrụ-
afọ gị na ụmụnne gị, ndị nwoke
maka nchekwa gị ruo mgbe
nile, ma ọ bụrụ na unu ga-ede-
be iwu-nsọ nile nke Onye-Nsọ
nke Israel.
3 Ma ugbua, Josef, nwa ikpe-
azụ m, onye m kpọpụtaworo
site n'ime ọzara n'ime mkpa-
gbu m nile, ka Onye-nwe gọzie
gị ruo mgbe nile, n'ihi na
agaghị [a]ebibi mkpụrụ-afọ gị
kpam-kpam.
4 N'ihi na lee, ị bụ mkpụrụ nke
ukwu m nile; ma a bụ m agbụrụ
nke [a]Josef onye [b]adọkpụrụ ga
n'Ijipt. Ma nnukwu ka ọgbụgba-
ndụ Onye-nwe ahụ nile dịịrị
nke o mere nye Josef.
5 Ya mere, Josef n'ezie [a]hụrụ

27*a* Ndị-Gal. 5:1; Moses 6:56.
*b* NGAN Ohere-Ihọrọ.
*c* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
28*a* NGAN Onye-ogbugbo.
29*a* Ndi Rom 6:16–18; Alma 12:11.
*b* NGAN Ala-mụọ.
**3** 1*a* 1 Nif. 18:7.
2*a* 1 Nif. 2:20. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
3*a* 2 Nif. 9:53.
4*a* Jen. 39:1–2; 45:4; 49:22–26; 1 Nif. 5:14–16.
*b* Jen. 37:29–36.
5*a* NAJS Jen. 50:24–38; 2 Nif. 4:1–2.

ụbọchị nke anyị. Ma o nwetara nkwa nke Onye-nwe, na site na mkpụrụ nke ukwu ya ka Onye-nwe Chineke ga-ewelite [b]ngalaba [c]ezi-omume nye ụlọ nke Israel; ọ bụghị [d]Mesaịa ahụ, kama ngalaba nke a gaara agbajipụ, otu o sila dị, ka e nwe ike icheta ya n'ọgbụgba-ndụ nile nke Onye-nwe ka e mee ka Mesaịa ahụ pụta ìhè n'iru ha n'oge ikpe-azụ, na mụọ nke ike, ruo n'iwepụta ha site n'ọchịchịrị baa n'ìhè—e, site na nzuzo nke [e]ọchịchịrị na site na ndọkpụ n'agha ruo n'inwere onwe.

6 N'ihi na Josef n'ezie kwupụtara, na-asị: [a]Onye ọhụ-ụzọ ka Onye-nwe Chineke m ga-ekulite elu, onye ga-abụ onye-ọhụ-ụzọ nke a họpụtara ahọpụta nye mkpụrụ nke [b]ukwu m nile.

7 E, Josef n'ezie sịrị: Otu a ka Onye-nwe kwuru gwa m: [a]Ọhụ-ụzọ nke a họpụtara ahọpụta ka m ga-ekulite elu site na mkpụrụ nke ukwu gị nile; ma a ga-ebuli ya n'etiti mkpụrụ nke ukwu gị nile. Ma ọ bụ ya ka m ga-enye iwu-nsọ na ọ ga-arụrụ mkpụrụ nke ukwu gị nile ọrụ, ụmụ nne ya, ndị nwoke, ndị ga-abụ nnukwu oke ọnụ ahịa nye ha, ọbụna ruo n'iweta ha ka ha mata maka ọgbụgba-ndụ nile nke m meworo mụ na ndị nna unu.

8 Ma a ga m enye ya iwu-nsọ na ọ gaghị arụ [a]ọrụ ọzọ, ma ọbụghị ọrụ nke m ga- enye ya iwu ịrụ. Ma a ga m eme ya ka ọ dị ukwuu n'anya m; n'ihi na ọ ga-arụ ọrụ m.

9 Ma ọ ga-adị ukwuu dịka [a]Moses, onye nke m sịworo na m ga-ebulite elu nye unu, ka ọ [b]napụta ndị m, O ụlọ nke Israel.

10 Ma Moses ka m ga-ebulite elu, ka ọ napụta ndị gị site n'ala Ijipt.

11 Ma na Onye-ọhụ-ụzọ ka m ga-ewelite elu site na mkpụrụ nke ukwu gị nile; ma-ọbụ ya ka m ga-enye [a]ike iwepụta okwu m nye mkpụrụ nke ukwu gị nile—ma ọbụghị n'iwepụta okwu m naanị, ka Onye-nwe kwuru, kama ma nke ime ka ha kwenye n'okwu m, nke ga-apụtawọrị n'etiti ha.

12 Ya mere, mkpụrụ nke ukwu gị nile [a]ga-ede; ma mkpụrụ nke ukwu nile nke [b]Juda [c]ga-ede; ma nke ahụ a ga-ede site na mkpụrụ nke ukwu gị nile, na kwa nke ahụ a ga-ede site na mkpụrụ nke ukwu Juda, ga-etokọta, ruo [d]n'igbagwoju-anya nke ozizi ụgha nile na mbuda-ala nke ndọrọ-ndọrọ nile, na ihiwe udo n'etiti mkpụrụ nke ukwu gị nile,

5*b* Jen. 49:22–26; 1 Nif. 15:12; 19:24. NGAN Ubi Vine nke Onye-nwe.
*c* Jekọb 2:25.
*d* 2 Nif. 6:14; OznỌd. 3:16–20.
*e* Aisa. 42:16.
6*a* 3 Nif. 21:8–11; Mọm 8:16. NGAN Ọhụ-ụzọ.
*b* OznỌd. 132:30.
7*a* NGAN Smith, Joseph Nta.
8*a* OznỌd. 24:7, 9.
9*a* Moses 1:41.
*b* Ọpụ. 3:7–10; 1 Nif. 17:24.
11*a* OznỌd. 5:3–4.
12*a* NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* 1 Nif. 13:23–29.
*c* NGAN Bible.
*d* Ezik. 37:15–20; 1 Nif. 13:38–41; 2 Nif. 29:8; 33:10–11.

na [e]iweta ha na [f]ọmụma nke ndị nna ha nile, n'ụbọchị ikpeazụ nile, na kwa ọmụma nke ọgbụgba-ndụ m nile, ka Onye-nwe kwuru.

13 Ma site na-adịghị-ike a ga-eme ka o sie ike, n'ụbọchị ahụ mgbe ọrụ m ga-amalite n'etiti ndị m nile, ruo n'iweghachi gị, O ụlọ nke Israel, ka Onye-nwe kwuru.

14 Ma otu a ka Josef buru n'amụma na-asị: Lee, ọhụ-ụzo ahụ ka Onye-nwe ga- agozi; ma ndị ga-achọ ibibi ya ga-enwe mgbagwọju-anya; n'ihi nkwa nke a, nke m nwetaworo site n'aka Onye-nwe, site na mkpụrụ nke ukwu m, ga-emezu. Lee, a ma m nke ọma maka mmejupụta nke nkwa a.

15 Ma [a]aha ya ka a ga-akpọ otu ihe dịka nke m; ma ọ ga-abụ dịka [b]aha nna ya. Ma ọ ga-adị ka m; n'ihi na ihe ahụ, nke Onye-nwe ga-ewepụta n'aka ya, site n'ike nke Onye-nwe ga-eweruta ndị m ruo na nzọpụta.

16 E, otu a ka Josef buru ya n'amụma: A ma m ihe a nke ọma, ọbụna dịka m si mara nke ọma maka nkwa nke Moses; n'ihi na Onye-nwe asịwo m, A [a]ga m edokwa mkpụrụ-afọ gị ruo mgbe nile.

17 Ma Onye-nwe asịwo: A ga m ewelite otu Moses; ma a ga m enye ya ike n'ime okporo; ma a ga m enye ya ikpe e dere ede. Ma na a gaghị m atọpụ ire ya, ka o kwuo ọtụtụ okwu, n'ihi na a gaghị m eme ya dike n'ikwu okwu. Ma a ga m e [a]dere ya iwu m, na mkpịsị aka nke aka m, ma a ga m emere ya [b]onye-nkwupụta.

18 Ma Onye-nwe sịkwara m: A ga m ewelitere mkpụrụ nke ukwu gị nile; ma a ga m emere ya onye-nkwupụta okwu. Ma mụ, lee, a ga m enye ya ka o dee ihe odide nke mkpụrụ nke ukwu gị nile, nye mkpụrụ nke ukwu gị nile; ma onye-nkwupụta okwu nke ukwu gị ga-eme ka a mata ya.

19 Ma okwu ndị ahụ ọ ga-ede ga-abụ okwu ndị dị mkpa na amamihe nke m na ha ga-agaru ruo [a]mkpụrụ nke ukwu gị nile. Ma ọ ga-adị ka a ga-asị na mkpụrụ nke ukwu gị ebesaworo ha rị akwa [b]site n'uzuzu; n'ihi na A ma m okwukwe ha.

20 Ma ha [a]ga-ebe akwa site n'uzuzu; e, ọbụna nchegharị nye ụmụnne ha, ndị nwoke ọbụna mgbe ọtụtụ ọgbọ gafeworo ha. Ma ọ ga-eru na akwa ha ga-aga, ọbụna dịka ịdị mfe nke okwu ha nile siri dị.

21 N'ihi okwukwe ha, [a]okwu ha nile ga-aga n'iru site n'ọnụ m ruo ụmụnne ha ndị nwoke nile ndị nke bụ mkpụrụ nke ukwu gị, ma adịghị-ike nke okwu ọnụ ha nile ka m ga-eme ka o sie ike site n'okwukwe ha, ruo

12*e* Moro. 1:4.
*f* 1 Nif. 15:14; 2 Nif. 30:5; Mọm 7:1, 5, 9–10.
15*a* OznỌd. 18:8.
*b* A—JS 1:3.
16*a* Jen. 45:1–8.
17*a* Deut. 10:2, 4; Moses 2:1.
*b* Ọpụ. 4:16.
19*a* OznỌd. 28:8.
*b* Aisa. 29:4; 2 Nif. 27:13; 33:13; Mọm 9:30; Moro. 10:27.
20*a* 2 Nif. 26:16; Mọm 8:23.
21*a* 2 Nif. 29:2.

n'icheta ọgbụgba-ndụ m nke
m mere nye ndị nna gị.
22 Ma ugbua, lee, nwa m Josef,
n'ụdị dị otu a ka nna m na mgbe
ochie jiri [a]buo amụma.
23 Ya mere, n'ihi ọgbụgba-
ndụ nke a ị bụ onye-agọziri-
agọzi; n'ihi na mkpụrụ-afọ gị ka
a na-agaghị ebibi, n'ihi na ha ga
aña ntị n'okwu nile nke akwụ-
kwọ ahụ.
24 Ma otu dike ga-ebilite n'eti-
ti ha, onye ga-eme nnukwu ihe
ọma, ma n'okwu ọnụ ma n'o-
mume, ebe ọ bụ ngwa-ọrụ n'aka
nile nke Chineke, nwere okwu-
kwe karịrị akarị, ịrụ nnukwu
ọrụ ịtụ-n'anya, ma mee ihe ahụ
nke bụ nnukwu ihe n'anya nke
Chineke, ruo n'ime ka eweta
na mmezu nnukwu mwetagha-
chi nye ụlọ nke Israel na nye
mkpụrụ-afọ nke ụmụnne gị ndị
nwoke.
25 Ma ugbua, ngọzi na-adịrị gị,
Josef. Lee, i dị ntakịrị; ya mere,
ñaa ntị n'okwu nile nke nwanne
gị, nwoke, Nifaị, ma a ga-emere
gị ọbụna dịka okwu nile nke m
kwuworo siri dị. Cheta okwu
nile nke nna gị mgbe ọ na-
anwụ. Amen.

## ISI 4

*Lihaị wee nye ndụmọdụ ma wee gọzie ụmụ na ụmụụmụ ya—O wee nwụọ ma e lie ya—Nifaị wee nwe otuto n'ịdị mma nke Chineke—Nifaị wee tinye ntụkwasị-obi ya n'Onye-nwe ruo mgbe nile. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 570 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, mụ, Nifaị, na-ekwu
gbasara amụma nile nke nna
m kwuworo maka ha, gbasara
[a]Josef, onye e bugara n'Ijipt.
2 Ma lee, o buru amụma n'ezie
gbasara mkpụrụ-afọ ya nile. Ma
[a]amụma nile o dere, ọ dịghị
ọtụtụ ndị ka ha dị nnukwu. Ma
o buru amụma gbasara anyị, na
ọgbọ ndị na-abịa n'ọdịn'iru; ma
e dere ha n'elu epekele bras ahụ.
3 Ya mere, mgbe nna m bịawo-
ro na ngwụcha nke okwu gbasa-
ra amụma nke Josef, ọ kpọrọ
ụmụ Leman, ụmụ ya ndịkom,
na ụmụ ya ndịnyom, ma sị ha:
Lee, ụmụ ndị nwoke, na ụmụ
m ndị nwanyị, ndị bụ ụmụ nwo-
ke na ụmụ nwanyị nke [a]nwa
mbụ m, Ọ ga-adị m mma ma asị
na unu ga-enye nti unu n'okwu
m nile.
4 N'ihi na Onye-nwe Chineke
ekwuwo na: [a]Ọbụrụraa na unu
ga-edebe iwu-nsọ m nile unu
ga-enwe ọgan'iru n'ala ahụ; ma
ọbụrụraa na unu agaghị edebe
iwu-nsọ m nile a ga-ebepụ unu
site n'ebe m nọ.
5 Ma lee, ụmụ m ndị nwoke na
ụmụ m ndị nwanyị, enweghị m
ike ịgbada n'ime ili m ma ọbụ-
ghị na m hapụrụ [a]ngọzi m n'arụ
unu; n'ihi na lee, a ma m na
ọbụrụ na azulite unu [b]n'ụzọ unu
kwesịrị ịga, unu agaghị ewezu-
ga onwe unu site n'ime ya.
6 Ya mere, ọbụrụ na a bụrụ
unu ọnụ, lee, a hapụrụ m ngọzi

22*a* 2 Nif. 3:5.
**4** 1*a* Jen. 39:1–2.
2*a* 2 Nif. 3:5.
3*a* NGAN Onye e Buru Ụzọ Mụọ.
4*a* 2 Nif. 1:9.
5*a* NGAN Ngọzi Onye-isi Ezi na Ụlọ.
*b* Ilu 22:6.

m n'arụ unu, na ọbụbụ-ọnụ ahụ
ka a ga-ewepụrụ unu ma bụrụ
ihe a ga aza [a]n'isi ndị mụrụ unu.
7 Ya mere, n'ihi ngọzi m, Onye-
nwe Chineke [a]agaghị ekwe ka
unu laa n'iyi; ya mere, ọ ga-
enwe [b]obi ebere n'arụ unu na
mkpụrụ-afọ nke unu ruo mgbe
nile.
8 Ma o wee ruo na mgbe nna m
bịaworo na ngwụcha nke okwu
o na-agwa ụmụ ndị nwoke na
ụmụ ndị nwanyi nke Leman, o
mere ka ụmụ ndị nwoke nile na
ndị nwanyị nile nke Lemuel
bụrụ ndị akpọtara n'iru ya.
9 Ma ọ gwara ha okwu, na-asị:
Lee, ụmụ m ndị nwoke na ndị
nwanyị, ndị bụ ụmụ nwoke na
ụmụ nwanyị nke nwa m nwoke
nke abụọ; lee, a hapụrụ m unu
otu ngọzi ahụ nke m hapụrụ ụmụ
nwoke na ụmụ nwanyị Leman;
ya mere, a gaghị ebibicha unu
kpam kpam; ma n'ikpeazụ
mkpụrụ-afọ unu ka a ga-agọzi.
10 Ma o wee ruo na mgbe nna
m bịaworo na ngwụcha nke
okwu ọ na-agwa ha, lee, ọ gwa-
ra ụmụ nwoke [a]Ịshmel okwu,
e, ma ọbụna ezi na ụlọ ya nile.
11 Ma mgbe ọ bịaworo na
ngwụcha nke okwu ọ na-agwa
ha, ọ gwara Sam okwu, na-asị:
Ngọzi na-adịrị gị, na mkpụrụ-
afọ gị n'ihi na ị ga-eketa ala ahụ
dịka nwanne gị nwoke, Nifaị.
Ma mkpụrụ-afọ gị ka a ga-agụ-
nye na mkpụrụ-afọ ya; ma ị
ga-adị ọbụna dịka nwanne gị
nwoke, ma mkpụrụ-afo gị dịka
mkpụrụ-afọ ya; ma a ga-agọzi
gị n'ụbọchị gị nile.
12 Ma o wee ruo mgbe nna m,
Lihaị gwaworo ezi na ụlọ ya nile
okwu, dịka o siri metụ ya n'obi
na Mụọ nke Onye-nwe nke dịịrị
n'ime ya, o wee bụwanye oke-
nye. Ma o wee ruo na ọ nwụrụ,
ma e liri ya.
13 Ma o wee ruo na o meghị
ọtụtụ ụbọchị mgbe ọ nwụworo,
Leman na Lemuel na ụmụ
nwoke Ịshmel wesoro m iwe
n'ihi mba nile nke Onye-nwe
bara.
14 N'ihi na mụ, Nifaị, ka a
kwagidere ịgwa ha okwu, dịka
okwu ya siri dị; n'ihi na e
kwuworo m ha ọtụtụ ihe, na
kwa nna m, tutu ọnwụ ya; ọtụtụ
n'ime okwu nile ndị ahụ ka
e dere n'elu [a]epekele m ndị ọzọ;
maka akụkụ akụkọ ndị ọzọ ka
mkpa ka e dere n'elu epekele
m ndị ọzọ.
15 Ma n'elu [a]ndị a ka m dere
ihe nile nke mkpụrụ-obi m, na
ọtụtụ n'ime akwụkwọ-nsọ ndị a
kanyere n'elu epekele bras ahụ.
N'ihi na mkpụrụ-obi m nwere
mmasị n'ime akwụkwọ-nsọ
nile, ma obi m [b]na-eche maka
ha, ma dee ha maka [c]mmụta na
nrite uru nke ụmụ m.
16 Lee, [a]mkpụrụ-obi m nwere
mmasị n'ihe nile nke Onye-nwe;
ma [b]obi m na-aga n'iru na-eche
maka ihe nile ndị m hụworo na
ndị m nụworo.

6*a* OznỌd. 68:25–29.
7*a* 2 Nif. 30:3–6;
OznỌd. 3:17–18.
*b* 1 Nif. 13:31;
2 Nif. 10:18–19;
Jekọb 3:5–9;
Hil. 15:12–13.
10*a* 1 Nif. 7:6.
14*a* 1 Nif. 1:16–17; 9:4.
15*a* 1 Nif. 6:4–6.
*b* NGAN Ntụgharị
Uche; Akwụkwọ-
nsọ nile.
*c* 1 Nif. 19:23.
16*a* NGAN Ekele, Inye-
ekele, Ju-n'ekele.
*b* NGAN Obi.

17 Otu o sila dị, na-agbanyeghị
nnukwu [a]ịdị mma nke Onye-
nwe, n'igosi m nnukwu ọrụ
ịtụ-n'anya ya nile, obi m tiri
mkpu: O [b]ogbenye-ọnụ-ntụ ka
m bụ! E, obi m na-eru uju n'ihi
anụ arụ m; mkpụrụ-obi m nwe-
re mwute n'ihi ajọọ-omume m
nile.
18 A gbawo m gburu-gburu,
n'ihi ọnwụnwa nile na mmehie
nile nke ọ dịịrị mfe [a]ibuso m
agha.
19 Ma mgbe m chọrọ inwe
añụrị, obi m na asụ ude n'ihi
mmehie m nile; otu o sịla dị, a
ma m onye m tụkwasịworo obi.
20 Chineke m abụrụwọrị ebe
ndabere nke m; o duwo m gafee
mkpagbu m nile n'ime ọzara;
ma o chekwawo m n'elu mmiri
nile nke nnukwu ebe omimi.
21 O mejupụtawo m [a]n'ịhụna-
nya ya, ọbụna ruo n'iwerecha
anụ arụ m.
22 O mewo ka [a]ndị iro m nwe
mgbagwọjụ-anya, ruo na-ime
ka ha ma jijiji n'ebe m nọ.
23 Lee, o nụwo akwa m n'ehi-
hie, ma o nyewo m amamihe
site [a]n'ọhụ n'oge abalị.
24 Ma n'ehihie ka m bawa-
nyere n'enweghị egwụ n'ime
oke [a]ekpere n'iru ya, e, olu
m ka m zipụliteworo elu; ma
ndị mụọ-ozi nile gbadatara
kuziere m.
25 Ma n'elu nku nke Mụọ ya
ka [a]e bupụworo arụ m n'elu
ugwu nile dị elu karịa. Ma anya
m ahụwo nnukwu ihe nile, e,
ọbụna nnukwu karịa n'anya
mmadụ; ya mere, a gwara m ka
m ghara ide ha.
26 O mgbe ahụ, ọ bụrụ na a
hụwo m nnukwu ihe nile di otu
a, ọ bụrụ na Onye-nwe n'iwe-
data onwe ya nye ụmụ nke
mmadụ eletawo ndị mmadụ
n'obi ebere dị otu a, [a]gịnị mere
obi m ga-eji bee akwa, na mkpụ-
rụ-obi'm nọgide n'ime nda-
gwụrụgwụ nke iru uju, na anụ
arụ m bụrụ ihe lara n'iyi, na
ume m daa mba, n'ihi mkpagbu
m nile?
27 Ma gịnị ga-eme ka m [a]kwe-
nye ime mmehie, n'ihi anụ arụ
m? E, gịnị ga-eme ka m nye
[b]ọnwụnwa nile efe, ka ajọọ-onye
ahụ nweta ebe n'ime obi m ibibi
[c]udo m na ịkpagbụ mkpụrụ-obi
m? Gịnị mere iwe ji na-ewe m
n'ihi onye-iro m?
28 Teta, mkpụrụ-obi m! a gala
n'iru n̄'iruda n'ala n'ime mme-
hie, N̄ụrịa ọñụ, O obi m, ma
enyekwala ebe obibi ọzọ maka
[a]onye-iro nke mkpụrụ-obi m.
29 E wela iwe ọzọ n'ihi ndị-iro
m. A lakwala azụ ume m n'ihi
mkpagbu m nile.
30 N̄ụrịa, O obi m, ma bekuo
Onye-nwe, ma sị: O Onye-nwe,
a ga m eto Gị ruo mgbe nile; e,
mkpụrụ-obi m ga-añụrị n'ime
gị, Chineke m, na [a]nkume nke
nzọpụta m.

17*a* 2 Nif. 9:10;
OznỌd. 86:11.
*b* Ndi Rom 7:24.
18*a* Ndi Rom 7:21–23;
Ndị-Hib 12:1;
Alma 7:15.
21*a* NGAN Ịhụnanya.
22*a* 1 Nif. 17:52.
23*a* NGAN Ọ́hù.
24*a* Jemes 5:16;
1 Nif. 2:16.
25*a* 1 Nif. 11:1;
Moses 1:1–2.
26*a* Abụọma 43:5.
27*a* Ndi Rom 6:13.
*b* NGAN Nwaa,
Ọnwụnwa.
*c* NGAN Udo.
28*a* NGAN Ekwensu.
30*a* 1 Ndị-Kọ 3:11.
NGAN Oke-nkume.

31 O Onye-nwe, ị ga-anapụta
mkpụrụ-obi m? Ị ga-azọpụta m
n'aka ndị iro m? Ị ga-eme m ka
m ma jijiji na mpụta-ìhè nke
[a]mmehie?
32 Ka emechigide ọnụ ụzọ nke
ala-mụọ mgbe nile n'iru m, n'ihi
na [a]obi m tiwara etiwa ma mụọ
m nwere nchegharị! O Onye-
nwe ị gaghị emechi ọnụ ụzọ nke
ezi-omume n'iru m, ka m wee
[b]gaa ije n'ụzọ nke ndagwuru-
gwu dị ala, ka m wee nọgide-
sieike n'ụzọ ahụ dị larịị!
33 O Onye-nwe, ị ga-agba m
gburu-gburu n'ime uwe mwụda
nke ezi-omume! O Onye-nwe, ị
ga-eme ka m nwee ebe m ga-esi
gbapụ n'iru ndị iro m! Ị ga-eme
ka ụzọ m guzoro kwem n'iru m!
Ị gaghị edebere m okwute-
mkpọbi-ụkwụ n'ụzọ m—ma na
Ị ga-ekpochapụrụ m ụzọ m n'iru
m, ma e wubichila ogige ahịhịa
n'ụzọ m, kama ụzọ nile nke
onye-iro m.
34 O Onye-nwe, a [a]tụkwasịwo
m gị obi, ma a ga m [b]atụkwasị
gị obi ruo mgbe nile. A gaghị m
etinye [c]ntụkwasị-obi m n'aka
nke anụ arụ; n'ihi na a ma m na
ọbụbụ-onụ dịrị ya bụ onye na-
etinye ntụkwasị-obi ya n'aka
nke anụ arụ. E, ọbụbụ-ọnụ dịrị
ya bụ onye tinyere ntụkwasị-obi
ya na mmadụ ma-ọbụ jiri anụ
arụ mere ike ogwe aka ya.
35 E, a ma m na Chineke [a]ga-
emepụ-aka n'inye onye ọbụla
nke rịọrọ ya. E, Chineke m
ga-enye m, ma-ọbụrụ na m
[b]arịọ ma ọbụrụ na m [c]arịọhieghị;
ya mere a ga m eweli olu m
nye Gị; e, a ga m ebeku Gị
akwa, Chineke m, nkume nke
ezi-omume m. Lee, olu m ruo
mgbe nile ga-adalite elu ruo Gị,
[d]nkume m na Chineke m nke
mgbe nile na-adigide. Amen.

## ISI 5

*Ndị Nifaị wee wezuga onwe ha site n'ebe ndị Leman nọ, debe iwu nke Moses, ma wuo temple—N'ihi ekweghị-ekwe ha, e bepụrụ ndị Leman site n'iru nke Onye-nwe, ma a bụrụ ha ọnụ ma bụrụ ọpịpịa ụtarị nye ndị Nifaị. Ihe dịka n'afọ 588 ruo 559 tutu amụọ Kraịst.*

Lee, o wee ruo na mụ, Nifaị,
bere nnukwu akwa nye Onye-
nwe Chineke m, n'ihi [a]iwe nke
ụmụnne m ndị nwoke.
2 Ma na lee, iwe ha bawanyere
megide m, nke mere na ha chọrọ
iwepụ ndụ m.
3 E, ha tamuru megide m,
na-asị: Nwanne anyị nwoke nke
nta chere na ọ [a]ga-achị anyị; ma
anyị enwewo nnukwu mnwale
n'ihi ya; ya mere, ugbua ka anyị
gbuo ya, ka anyị ghara inwekwa
mkpagbu ọzọ n'ihi okwu ya
nile. N'ihi na lee, anyị agaghị
enwe ya ka ọ bụrụ onye ọchịchị
anyị, nke a bụ ihe dịrị anyị bụ
ndị tọrọ ya, ịchị ndị a.
4 Ugbua, a naghị m ede n'elu

31*a* Ndi Rom 12:9; Alma 13:12.
32*a* NGAN Obi Tiwara Etiwa.
*b* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
34*a* NGAN Ntụkwasị-obi.
*b* Abụọma 44:6–8.
*c* Jer. 17:5; Mọm 3:9; 4:8.
35*a* Jemes 1:5.
*b* NGAN Ekpere.
*c* Hil. 10:5.
*d* Deut. 32:4.
**5** 1*a* 2 Nif. 4:13–14.
3*a* 1 Nif. 16:37–38; Mosa. 10:14–15.

epekele ndị a okwu nile nke
ha tamuru megide m. Mana o
zuworo m ị sị, na ha chọrọ
iwepụ ndụ m.
5 Ma o wee ruo na Onye-nwe
[a]dọrọ m aka na ntị, na mụ,
[b]Nifaị, ga-esị n'ebe ha nọ pụọ
ma gbaga n'ime ọzara, na ndị
nile chọrọ iso m gaa.
6 Ya mere, o wee ruo na mụ,
Nifaị, kpọọrọ ezi na ụlọ m, na
kwa [a]Zoram na ezi na ụlọ ya, na
Sam, nwanne m nwoke nke tọrọ
m na ezi na ụlọ ya, na Jekọb na
Josef, ụmụnne m ndị nwoke ndị
m tọrọ, na kwa ụmụnne m ndị
nwanyị na ndị nile chọrọ iso m
gaa ma ndị nile chọrọ iso m bụ
ndị kwere [b]n'ịdọ aka na ntị na
mkpughe nile nke Chineke; ya
mere, ha ñara ntị n'okwu m nile.
7 Ma anyị weere ụlọ ikwuu
anyị nile na ihe ọbụla nile ndị
kwere anyị, ma gaa njem n'ime
ọzara ruo ogologo ọtụtụ ụbọchị.
Ma mgbe anyị gaworo njem
ruo ogologo ọtụtụ ụbọchị anyị
rụnyere ụlọ ikwuu anyị nile.
8 Ma ndị m chọrọ ka anyị kpọọ
aha ebe ahụ [a]Nifaị; ya mere
anyị kpọrọ ya Nifaị.
9 Ma ndị ahụ nile mụ na ha so
jiri aka ha kpọọ onwe ha [a]ndị
nke Nifaị.
10 Ma anyị chetara idebe ikpe
nile, na iwu nile e dere ede, na
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe
n'ihe nile, dịka [a]iwu nke Moses
siri dị.
11 Ma Onye-nwe nọnyeere
anyị; ma anyị mere nke ọma
karịa, n'ihi na anyị kụrụ mkpụ-
rụ-akụkụ, ma anyị wetara ihe
ụbị ọzọ nke dị ukwuu. Ma anyị
malitere ịzụlite igwe anụ ụlọ
nile, na igwe ehi nile, na anụ
nile n'ụdị nile dị iche iche.
12 Ma mụ, Nifaị, ewetawo kwa
akụkọ-ndekọta ahụ e dekọrọ
bụ ndị a kanyere n'elu [a]epekele
bras; na kwa [b]bọl ma-ọbụ [c]ihe
izi-ụzọ, nke a kwadoworo nye
nna m site n'aka nke Onye-nwe,
dịka ihe ahụ e dere ede.
13 Ma o wee ruo na anyị
malitere ime nke ọma karịa, na
ịmụba n'ala ahụ.
14 Ma mụ Nifaị, weereri
[a]mma-agha nke Leban, ma n'ụdi
ya m wee mee ọtụtụ mma-agha,
adịghị ama-ama site n'ụzọ ọbụla
enwe ka ndị a ana-akpọ [b]ndị
Leman ugbua si bịakwasị anyị
ma bibie anyị; n'ihi na a ma m
ịkpọ-asị ha n'ebe m nọ na ụmụ
m na ndị ahụ a kpọrọ ndị m.
15 Ma a kụziiri m ndị m iwu
ụlọ n'ụdị nile, na ịrụ n'ụdị osisi
nile, na nke [a]igwe, na nke kọpa,
na nke bras, na nke igwe anụrụ-
anụ, na nke ọla edo, na nke ọla
ọcha, na nke ntụ igwe di oke
ọnụ ahịa, ndị karịrị akarị.
16 Ma mụ, Nifaị, wuru [a]temple,

5*a* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.
*b* Mosa. 10:13.
6*a* 1 Nif. 4:35; 16:7; 2 Nif. 1:30–32.
*b* NGAN Dọọ-aka-na-ntị, Ịdọ-aka-na-ntị.
8*a* Omnai 1:12, 27; Mosa. 9:1–4; 28:1.
9*a* Jekọb 1:13–14.
10*a* 2 Nif. 11:4. NGAN Iwu nke Moses.
12*a* Mosa. 1:3–4. NGAN Ekpele nile.
*b* Mosa. 1:16.
*c* 1 Nif. 16:10, 16, 26; 18:12, 21; Alma 37:38–47; OznỌd. 17:1.
14*a* 1 Nif. 4:9; Jekọb 1:10; OkwMọm. 1:13.
*b* NGAN Ndị Leman.
15*a* Ita 10:23.
16*a* NGAN Temple, Ụlọ nke Onye-nwe.

ma e wuru m ya dịka [b]temple nke Solomon ma ewezuga na e jighị ọtụtụ [c]ihe oke ọnụ ahịa nile wuo ya; n'ihi na apụghị inweta ha n'elu ala ahụ, ya mere, e nweghị ike iwu ya dịka temple nke Solomon, ma ụdị owuwu ya dịka temple nke Solomon; ma aka ọrụ ya mara mma karịa.

17 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, mere ka ndị m bụrụ ndị [a]na-agba mbọ, ma na-eji aka ha na-arụ ọrụ.

18 Ma o wee ruo na ha chọrọ ka m bụrụ [a]eze ha. Ma mụ, Nifaị chọsịrị ike ka ha ghara inwe eze, otu o sịla dị, e meere m ha dịka ike m ha.

19 Ma lee, okwu nile nke Onye-nwe emezuwọrị nye ụmụnne m ndị nwoke, bụ nke o kwuru gbasara ha, na mụ ga-abụ [a]onye-ọchịchị nke ha, na [b]onye-nkuzi nke ha. Ya mere, a bụrụwo m rịị onye-ọchịchị ha na onye-nkuzi ha, dịka iwu-nsọ nile nke Onye-nwe siri dị, wee ruo mgbe ha chọrọ iwepụ ndụ m.

20 Ya mere, okwu nke Chineke ka e mejupụtara bụ nke o gwara m sị na: Ọbụrụraa na ha [a]agaghị aña ntị n'okwu gị nile, a ga-ebepụ ha site n'ebe Onye-nwe nọ. Ma lee, e [b]bepụrụ ha site n'ebe Ọ nọ.

21 Ma o meworị ka [a]ọbụbụ-ọnụ ahụ bịakwasị ha, e, ọbụna ọbụbụ-ọnụ dị ilu, n'ihi ajọọ-omume ha. N'ihi na lee, ha emesịwo obi ha ike megide ya, nke bụ na ha aghọworịị okwute; ya mere, ebe ha dị ọcha, ma [b]dị mma ile anya nke ukwuu, na ụtọ ile anya, ka ha ghara ito ndị m akpịrị, Onye-nwe Chineke mere ka [c]akpụkpọ-arụ ojii bịakwasị ha.

22 Ma otu a ka Onye-nwe Chineke kwuru: A ga m eme ka ha bụrụ ndị [a]na-enweghị ihe mmasị n'ebe ndị gị nọ, ma ọbụghị na ha chegharịrị site na ajọọ-omume ha nile.

23 Ma a ga-abụ mkpụrụ-afọ nke onye ọbụla [a]ga-agwakọta ha na mkpụrụ-afọ ha ọnụ; n'ihi na a ga-abụ ha ọnụ ọbụna otu ụdị ọbụbụ-ọnụ. Ma Onye-nwe kwuru ya, ma e wee mee ya.

24 Ma n'ihi ọbụbụ-ọnụ ha nke bịakwasịrị ha, ha ghọrọ [a]ndị na-enweghị aka ọrụ, jupụta na mkpasu-iwe na aghụghọ, ma na-achọ n'ime ọzara anụ ọhịa ndị ha ga-egbu.

25 Ma Onye-nwe Chineke siri m: Ha ga-abụ ihe ịpịa ụtarị nye mkpuru-afọ gị, ime ka ha na-echeta m, ma ọbụrụraa na ha agaghị echeta m, ma ñaa ntị n'okwu m nile, ha ga-abụ ọpịpịa ụtarị nye ha ruo na mbibi.

26 Ma o wee ruo na mụ, Nifaị, [a]doro Jekọb na Josef nsọ, ka ha

16*b* 1 Ndez. 6;
2 Ihem. 3.
*c* OznỌd. 124:26–27.
17*a* Jen. 3:19;
OznỌd. 42:42.
18*a* Jekọb 1:9, 11.
19*a* 1 Nif. 2:22.
*b* NGAN Kụzie, Onye Nkụzi.
20*a* 2 Nif. 2:21.
*b* Alma 9:14.
21*a* NGAN Ịbụ-ọnụ, Ịbụ Ọnụ nile.
*b* 4 Ne. 1:10.
*c* 2 Nif. 26:33;
3 Nif. 2:14–16.
22*a* 1 Nif. 12:23.
23*a* NGAN Luọ Alụlụ, Ọlụlụ Di na Nwunye—Ọlụlụ di na nwunye site na okwukwe.
24*a* NGAN Ịnọ Nkịtị, Nọ Nkịtị.
26*a* Jekọb 1:18–19;
Mosa. 23:17.

bụrụ ndị nchụ-aja na ndị nkuzi
n'ala nke ndị m.
27 Ma o wee ruo na anyị biri
ndụ n'ụdị nke añụrị.
28 Ma iri afọ atọ agafewọrịị site
n'oge anyị, hapụrụ Jerusalem.
29 Ma mụ, Nifaị, edebewọrịị
akụkọ-ndekọta ahụ e dere n'elu
epekele nke m nile, nke m me-
woro, nke ndị m rute n'oge ahụ.
30 Ma o wee ruo na Onye-nwe
Chineke siri m: Mee [a]epekele
ndị ọzọ; ma ị ga akanye ọtụtụ
ihe n'elu ha ndị dị mma n'anya
m, maka nrite uru nke ndị gị.
31 Ya mere, mụ, Nifaị, n'irube
isi n'iwu-nsọ nile nke Onye-
nwe, gara mee [a]epekele ndị a
n'elu ndị nke m kanyeworo ihe
ndị a nile.
32 Ma akanyere m ihe ahụ
na-amasị Chineke. Ma o bụrụ na
ndị m enwee mmasị n'ihe ndị
nke Chineke, ha ga-enwe mma-
sị n'ihe nkanye m nile ndị dị
n'elu epekele ndị a.
33 Ma ọbụrụ na ndị m achọọ
ịmata akụkụ ka mkpa na akụkọ
ndị m ha ga-agụriri epekele m
ndị ọzọ.
34 Ma o zuworo m ị sị na iri afọ
anọ nile a gafewọrịị, ma anyị
enweworịị agha nile na ndọrọ-
ndọrọ nile anyị na ụmụnne anyị
ndị nwoke.

## ISI 6

*Jekọb wee kọgharịa akụkọ ndị Juu: Ndọkpụ n'agha ahụ baa Babịlọn na nlọta ha; ije-ozi na mkpọgide n'obe nke Onye-Nsọ nke Israel; inye aka e nwetara site n'aka ndị Jentaịlụ; na mkpọtaghachi ndị Juu nke oge ikpe-azụ mgbe ha ga-ekwenye na Mesaịa ahụ. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Okwu nile nke Jekọb, nwanne
Nifaị nke nwoke, nke ọ gwara
ndị nke Nifaị:
2 Lee, ụmụnne m ndị m hụrụ
n'anya, mụ, Jekọb, ebe Chineke
kpọworo m, ma chie m echichi
n'ụdị usoro ya dị nsọ, ma ebe
e doworo m nsọ site n'aka
nwanne m nwoke, Nifaị, onye
nke unu na-elekwasị anya dịka
[a]eze ma-ọbụ onye-nchekwa; na
onye unu na-adabere maka ize-
re mmekpa arụ, lee unu ma na
mụ agwawo unu okwu karịa
maka ọtụtụ ihe.
3 Otu o sịla dị, a na m agwa
unu okwu ọzọ; n'ihi na a na m
achọsike maka ọdịmma nke
mkpụrụ-obi unu. E, nchekasị
arụ m dị ukwuu maka unu, ma
unu onwe unu ma na otu a ka ọ
dịrịị site n'oge gara aga. N'ihi
na a gbawo m unu ume site na
mgbalị m nile, ma akụziworo m
unu okwu nile nke nna m; ma a
gwawo m unu okwu gbasara ihe
nile e dere ede, site n'okike ụwa.
4 Ma ugbua, lee, a ga m agwa
unu okwu gbasara ihe nile ndị
dị adị, na ndị ga-abịa abịa; ya
mere, a ga m agụrụ unu okwu
nile nke [a]Aịsaịa. Ma ha bụ okwu
nile nke nwanne m nwoke chọ-
sịworo ike ka m gwa unu. Ma a
na m agwa unu maka unu
onwe unu, na ka unu wee mụta
ma nye aha Chineke unu otuto.

30*a* 1 Nif. 19:1–6.
31*a* NGAN Ekpele nile.
**6** 2*a* Jekọb 1:9, 11.
4*a* 3 Nif. 23:1.

5 Ma ugbua, okwu nile nke m
ga-agụpụta bụ ndị nke Aịsaịa
kwuru gbasara ụlọ nke Israel
nile; ya mere, a ga-eji ha tụnye-
re unu, n'ihi na unu bụ ụlọ nke
Israel. Ma e nwere ọtụtụ ihe ndị
nke Aịsaịa kwuworo bụ ndị a
ga-eji tụnyere unu, n'ihi na unu
bụ ndị ụlọ nke Israel ahụ.
6 Ma ugbua, ndị a bụ okwu
nile ahụ: [a]Otu a ka Onye-nwe
Chineke kwuru: Lee, a ga m
ewelite aka m nye ndị Jentaịlụ
nile, ma dozie [b]usoro ụzọ m gosị
ndị mmadụ; ma ha ga-akpọta
ụmụ ha ndị nwoke n'aka ha,
ma ụmụ ha ndị nwanyị ka a
ga-eku n'ubu ha nile.
7 Ma ndị eze ga-abụ ndị nna
na-azụ ụmụ nye gị; ma ndị eze-
nwanyị ha ndị nne na-azụ ụmụ
gị; ha ga-akpọ isi-ala were iru ha
kpudo n'ala, ma rachaa uzuzu
nke ụkwụ gị abụọ; ma ị ga-
amata na M bụ Onye-nwe; n'ihi
na ihere agaghị eme ha bụ ndị
[a]na-echere m.
8 Ma ugbua mụ, Jekọb, ga-
ekwutu ihe ole na ole gbasara
okwu ndị a nile. N'ihi na lee,
Onye-nwe egosịwo m na ndị ahụ
nọdụrụ na [a]Jerusalem, bụ ebe
anyị siri bịa, ka e gbuworo ma
[b]bupụ ha na ndọkpụ nke agha.
9 Otu o sila dị, Onye-nwe ego-
sịwo m na ha [a]ga-alaghachi ọzọ.
Ma o gosịwo m na Onye-nwe
Chineke, Onye-Nsọ nke Israel,
kwesịrị igosipụta onwe ya nye
ha n'anụ arụ; ma mgbe o gosị-
pụtaworo onwe ya ha ga-apịa
ya ụtarị ma [b]kpọgide ya n'obe,
dịka okwu nile nke mụọ-ozi
ahụ bụ onye gwara m ya siri dị.
10 Ma mgbe ha mesịworo obi
ha ike ma kpọọ ekwe ha nkụ
megide Onye-Nsọ nke Israel,
lee, [a]ikpe nile nke Onye-Nsọ
nke Israel ga-abịakwasị ha. Ma
ụbọchị ahụ na-abịa mgbe a
ga-eti ha otiti ihe ma nye ha
mkpagbu.
11 Ya mere, mgbe a chụlaworo
ha n'iru ma n'azụ, n'ihi na
otu a ka mụọ-ozi ahụ kwuru,
ọtụtụ ka a ga-akpagbu n'anụ
arụ, ma a gaghị ekwe ka ha
laa n'iyi, n'ihi ekpere nke ndị
nwere okwukwe; a ga-ekposasị
ha ma a ga-apịa ha ụtarị, ma
kpọọ ha asị; otu o sila dị,
Onye-nwe ga-emere ha ebere,
na [a]mgbe ha ga-abịa n'ọmụ-
ma nke [b]Onye-mgbapụta, a
[c]ga-ekpọkọbata ha ọzọ gaa
n'ala nile nke nketa ha.
12 Ma ngọzi na-adịrị [a]ndị
Jentaịlụ nile, ha bụ ndị onye-
amụma deworo maka ha, n'ihi
na lee, ọbụrụ na ha ga-echegharị
ma ghara ịlụ ọgụ megide Zaịọn,
ma ghara ijikọta onwe ha nye

6*a* Aisa. 49:22–23.
*b* NGAN Ọkọlọtọ.
7*a* Moses 1:6;
OznỌd. 133:45.
8*a* Esta 2:6; 1 Nif. 7:13;
2 Nif. 25:10;
Omnai 1:15;
Hil. 8:20–21.
*b* 2 Ndez. 24:10–16;
25:1–12.
NGAN Israel—
Mkposasị nke Israel.
9*a* 1 Nif. 10:3.
*b* 1 Nif. 19:10, 13;
Mosa. 3:9;
3 Nif. 11:14–15.
NGAN Mkpọgide
n'Obe.
10*a* Mat. 27:24–25.
11*a* 1 Nif. 22:11–12;
2 Nif. 9:2.
*b* Hosea 3:5.
*c* NGAN Israel—
Mkpokọta nke Israel.
12*a* 1 Nif. 14:1–2;
2 Nif. 10:9–10.

[b]nnukwu nzukọ nke ahụ rụrụ arụ, a ga-azọpụta ha, n'ihi na Onye-nwe Chineke ga-emezu [c]ọgbụgba-ndụ ya nile nke o meworo nye ụmụ ya; ma n'ihi nke a, onye-amụma ahụ edewo ihe ndị a nile.

13 Ya mere, ndị na-alụ ọgụ megide Zaịọn na ndị ọgbụgba-ndụ nke Onye-nwe ga aracha uzuzu nke ụkwụ ha; ma ndị nke Onye-nwe [a]ihere agaghị eme ha. N'ihi na ndị nke Onye-nwe bụ ndị nke [b]na-eche ya; n'ihi na ha ka nọkwa na-eche ọbịbịa nke Mesaịa ahụ.

14 Ma lee, dịka okwu nile nke onye-amụma ahụ siri dị, Mesaịa ahụ ga-ejikere onwe ya ọzọ nke [a]ugbọrọ abụọ ka o wee kpọghachị ha; ya mere, ọ [b]ga-egosịpụta onwe ya nye ha n'ike na nnukwu ototo, ruo na [c]mbibi nke ndị iro ha nile, mgbe ụbọchị ahụ ga-abịa mgbe ha ga-ekwere na ya; ma ọdịghị onye ọbụla ọ ga-ebibi nke kwere na ya.

15 Ma ndị na-ekweghị na ya ka a [a]ga-ebibi, site [b]n'ọkụ, na site n'ebili mmiri, na site n'ala ọma-jijiji, na site n'ịkwafu ọbara, na site [c]n'ajọọ ọrịa, na site n'ọnwụ. Ma ha ga-amata na Onye-nwe bụ Chineke, Onye-Nsọ nke Israel.

16 [a]N'ihi na a ga-ewepụ anụ-ịkpa-nri n'ebe ndị ka ha ike nọ, ma-ọbụ a ga-anapụta [b]ndị adọkpụtara n'agha n'ụzọ zịrị ezi?

17 Ma otu a ka Onye-nwe kwuru: Ọbụna [a]ndị adọkpụtara n'agha a ga-anapụta ha, ma anụ-ịkpa-nri nke ndị dị egwu ka a ga-anapụta; n'ihi na [b]Chineke bụ Dike [c]ga-anapụta ndị ọgbụgba-ndụ nke ya. N'ihi na otu a ka Onye-nwe kwuru: a ga m adọ ndọrọ-ndọrọ mụ na ndị na-adọso gị ndọrọ-ndọrọ—

18 Ma a ga m enyeju ha afọ bụ ndị na-emegide gị, site n'anụ arụ ha onwe ha; ọbara ha ga-egbu ha dịka mmanya na-atọ bịrịbịrị; ma anụ arụ nile ga-amata na mụ, bụ Onye-nwe, bụ Onye-nzọpụta gị na [a]Onye-mgbapụta gị, [b]Onye bụ Dike nke Jekọb.

## ISI 7

*Aịsaịa wee kwuo okwu dịka Mesaịa—Mesaịa ahụ ga-enwe ire nke onye nwere mmụta—Ọ ga-agbanyere ndị mmekpa-arụ azụ ya—Ọ gaghị enwe mgbagwọjụ-anya—Tulee Aịsaịa isi 50. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

E, n'ihi na otu a ka Onye-nwe

12*b* ngan Ekwensu—Nzukọ nke ekwensu.
*c* ngan Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
13*a* 3 Nif. 22:4.
*b* Aisa. 40:31; 1 Nif. 21:23; OznỌd. 133:45.
14*a* Aisa. 11:11; 2 Nif. 25:17; 29:1.
*b* 2 Nif. 3:5.
*c* 1 Nif. 22:13–14.
15*a* 2 Nif. 10:16; 28:15; 3 Nif. 16:8. ngan Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
*b* Jekọb 6:3.
*c* OznỌd. 97:22–26.
16*a* Aisa. 49:24–26.
*b* nb ndị ọgbụgba-ndụ nke Onye-nwe, dịka e dere na ama-okwu 17.
17*a* 1 Nif. 21:25.
*b* ngan Jehova.
*c* 2 Ndez. 17:39.
18*a* ngan Onye-mgbapụta.
*b* Jen. 49:24; Aisa. 60:16.

kwuru: E wezugawo m unu,
ma-ọbụ chụpụ unu ruo mgbe
nile? N'ihi na otu a ka Onye-
nwe kwuru: Olee ebe ọnụ ahịa
edepụtara maka alụkwaghị m
nke nne unu dị? Onye ka m
wezugaworo unu nye, ma-ọbụ
onye n'ime ndị m ji ụgwọ ka m
resịworo unu? E, onye ka m re-
sịworo unu? Lee, n'ihi ajọọ-
omume nile unu ka unu [a]rewo-
ro onwe unu, ma n'ihi njehie
nile unu ka e wezugaworo nne
unu.
2 Ya mere, mgbe m bịara, ọdị-
ghị nwoke nọ; mgbe m [a]kpọrọ
oku, e, ọdịghị onye nọ ịza ya. O
ụlọ nke Israel, aka m ọdịwo
mkpụmkpụ ma olị nke mere na
ọ gaghị enwe ịke ịgbapụta, ma-
ọbụ enweghị m ịke ịnapụta?
Lee, n'ịbasi mba ike m, a na m
eme ka [b]oke osimiri taa, a na m
eme ka [c]iyi ha nile ghọ ọzara na
[d]azụ ha ka ha na-esi isi n'ihi
mmiri ahụ nile atasịwo, ma ha
na-anwụ n'ihi akpịrị ịkpọ-nkụ.
3 A na m eyikwasị elu-igwe
nile uwe di [a]ojii, ma a na m
eme [b]akwa uwe igba-mkpe ihe
mkpuchi arụ ha.
4 Onye-nwe Chineke enyewo
m [a]ire nke ndị nwere mmụta,
ka m nwe ike mata otu m ga-esi
kwuo okwu n'oge ya nye gị O
ụlọ nke Israel. Mgbe ike gwụrụ
unu ọ na-eteta ụtụtụ kwa ụtụtụ.
Ọ na-akpọte ntị m ịnụ ihe, dịka
ndị nwere mmụta.
5 Onye-nwe Chineke emeghe-
wo [a]ntị m, ma enupụghị m isi,
ọbụghị ma m leghachiri anya
n'azụ site n'ebe ọ nọ.
6 E nyere m azụ m [a]onye-otiti-
ihe, ma nti m nile ka m nyere ha
bụ ndị na-efopu ntụtụ-isi. E
zopughị m iru m site n'ihere na
ọbụbụ asụ.
7 N'ihi na Onye-nwe Chineke
ga-enyere m aka, ya mere aga-
ghị m enwe mgbagwọ-ju-anya,
Ya mere, edoziwo m iru m dịka
okwute, ma a ma m na ihere
agaghị eme m.
8 Ma Onye-nwe nọ nso, ma Ọ
gụnyewo m n'onye ezi-omume.
Onye ga-adọso m ndọrọ-ndọrọ?
Ka anyị gụzokọta. Onye bụ
onye-iro m? Ka ọ bịa m nso, ma
a ga m akụtu ya site n'ike nke
ọnụ m.
9 N'ihi na Onye-nwe Chineke
ga-enyere m aka. Ma ndị nile
[a]ga-ekwutọ m, lee, ha nile ga-
aka nka dịka uwe, ma akịka
ga-erichapụ ha.
10 Onye nọ n'etiti unu na-atụ
egwụ Onye-nwe, nke na-erube
isi [a]n'olu oru ya, nke na-aga ije
n'ọchịchịrị ma o nweghị ìhè?
11 Lee, unu nile ndị na-amụ-
nye ọkụ, ndị na-eji icheku ọkụ
gbaa onwe unu gburu-gburu,
gaa nụ ije n'ime ìhè nke [a]ọkụ na
nke icheku ọkụ nke unu mụnye-
woro. Nke a ka unu ga-enweta
n'aka m — unu ga-edịna ala na
mwute.

**7** 1*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
2*a* Ilu 1:24–25; Aisa. 65:12; Alma 5:37.
*b* Ọpụ. 14:21; Abụọma 106:9; OznỌd. 133:68–69.
*c* Josh. 3:15–16.
*d* Ọpụ. 7:21.
3*a* Ọpụ. 10:21.
*b* Mkpu. 6:12.
4*a* Luk 2:46–47.
5*a* OznỌd. 58:1.
6*a* Mat. 27:26; 2 Nif. 9:5.
9*a* Ndi Rom 8:31.
10*a* OznỌd. 1:38.
11*a* Ndikp. 17:6.

## ISI 8

*N'ụbọchị ikpe-azụ nile, Onye-nwe ga akasi Zaịọn obi ma chịkọta Israel—Ndị agbapụtara ga-abịa na Zaịọn n'etiti nnukwu ọñụ—Tulee Aịsaịa isi 51 na isi 52:1–2. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

N̄AA m ntị, unu ndị na-eso ụzọ
ezi-omume. Lekwasị anya na
[a]nkume ahụ e siri wapụta unu,
na n'oghere nke olulu e siri
gwupụta unu.
2 Lekwasị Abraham anya, bụ
[a]nna unu, na n'ebe [b]Sera nọ,
ya bụ onye-mụtara unu; n'ihi
na a kpọrọ m nanị ya, ma
gọzie ya.
3 N'ihi na Onye-nwe ga-akasi
[a]Zaịọn obi, ọ ga-akasi mkpo-
mkpo ebe ya nile obi; ma ọ
ga-eme ka [b]ọzara ya dị ka Iden,
ma ọzara ya dị ka ubi nke
Onye-nwe. Ọñụ na obi ụtọ ka a
ga-ahụ n'ime ya, inye-ekele na
olu nke ụda abụ.
4 N̄aanụ m ntị, ndị m; ma gee
m ntị, O mba nke m; n'ihi na
[a]iwu ga-esi n'ebe m nọ pụta, ma
a ga m eme ikpe m ka ọ na-anọdụ
dịka [b]ìhè nye ndị mmadụ.
5 Ezi-omume m dị nso; [a]nzọpụ-
ta m na-aga n'iru, ma ogwe-aka
m ga-ekpe ndị mmadụ ikpe.
[b]Elu ala-mmiri nile ga-echere
m, ma n'elu ogwe aka m ka ha
ga-atụkwasị obi.
6 Welitenu anya unu lee elu-
igwe nile, ma lekwasị nụ ụwa
dị n'okpuru; n'ihi na [a]elu-igwe
[b]ga-apụ n'anya dịka anwụrụ ọkụ,
ma ụwa [c]ga-aka nka dịka uwe,
ma ndị bi n'ime ya ga-anwụ
n'otu ụdị ahụ. Ma na nzọpụta m
ga-adịgide ruo mgbe nile, ma
agaghị akwụsị ezi-omume m.
7 N̄aanụ m ntị, unu ndị matara
ezi-omume, unu ndị n'ime obi
unu ka m deworo iwu m, [a]unu
atụla egwụ n'iba mba nke
mmadụ, ọbụghị ma unu ga-atụ
egwụ mkparị ha nile.
8 N'ihi na akịka ga-erichapụ ha
dịka uwe, ma okpo ga-eri ha
dịka ajị anụ. Ma na ezi-omume
m ga-adị ruo mgbe nile, ma nzọ-
pụta m site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
9 Teta, teta! Yikwasị [a]ume, O
ogwe-aka nke Onye-nwe; teta
dịka n'ụbọchị ndị mgbe ochie. Ọ
bụ na ọ bụghị gị bụ onye gburu
Rehab mma, ma merụọ nnukwu
anụ ahụ kpụ ọkụ n'ọnụ arụ?
10 Ọ bụ na ọ bụghị gị bụ onye
mịtara osimiri, bụ mmiri nile
nke nnukwu omimi nke mewo-
ro ebe omimi nile nke osimiri
ka ọ ghọọ [a]ụzọ nke ndị agbapụ-
taworo ga-esi gabiga?
11 Ya mere, [a]ndị agbapụtaworo
nke Onye-nwe ga-alọta, ma jiri
[b]ịbụ-abụ bịaruo Zaịọn; ma ọñụ

**8** 1*a* NGAN Oke-nkume.
2*a* Jen. 17:1–8; OznỌd. 132:49.
*b* Jen. 24:36.
3*a* NGAN Zaịọn.
*b* Aisa. 35:1–2, 6–7.
4*a* M-Ọ nkuzi, ozizi. Aisa. 2:3. NGAN Ozi-ọma.
*b* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
5*a* NGAN Nzọpụta.
*b* 2 Nif. 10:20.
6*a* 2 Pita 3:10.
*b* HIB ga-agbasasị. Abụọma 102:25–27.
*c* HIB ree ure.
7*a* Abụọma 56:4, 11; OznỌd. 122:9.
9*a* OznỌd. 113:7–8.
10*a* Aisa. 35:8.
11*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*b* Aisa. 35:10.

mgbe nile na-adigide na ịdị nsọ
ga-adị n'isi ha nile; ma ha ga-
enweta obi ụtọ na ọñụ, mwute
na [c]iru uju ga-agbalaga.
12 [a]A bụ m ya; e, a bụ m ya
bụ onye na-akasi unu obi. Lee,
onye ka i bụ, na ị ga na-[b]atụ
egwụ mmadụ, onye ga-anwụ-
anwụ, na nke nwa nke mmadụ,
onye a ga-eme ka ọ dị ka [c]ahihịa?
13 Ma i [a]chefuwo Onye-nwe
onye meworo gị, onye setịpu-
woro elu-igwe nile, ma tụọ
ntọ-ala nile nke ụwa, ma ị
gawo n'iru na-atụ egwụ ụbọchị
nile, n'ihi ọnụma nke onye
mkpagbu ahụ, dịka aga-asị na
ojikerewo ibibi? Ma olee ebe
oke iwe nke onye-mkpagbu
ahụ dị?
14 Onye-adọkpụrụ n'agha site
n'obodo ya na-eme ngwa-ngwa,
ka a tọpụ ya, na ka ọ ghara ịnwụ
n'ime olulu ahụ, ma-ọbụ na
achịcha ya agaghị ezu-ezu.
15 Ma na A bụ m Onye-nwe
Chineke gị, onye [a]mfegharị
mmiri ya na-ebigbọ; Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha bụ
aha m.
16 Ma etinyewo m okwu m
nile n'ọnụ gị, ma ekpuchiwo m
gị na ndo nke aka m, ka m nwe
ike kụọ elu-igwe nile ma tụọ
ntọ-ala nile nke ụwa, ma gwa
Zaiọn: Lee, unu bụ [a]ndị m.
17 Teta, teta, guzoro ọtọ, O
Jerusalem, i ñụwo n'aka nke
Onye-nwe [a]iko nke [b]oke iwe
Ya — I ñụwo ike-mmanya nke
iko nke ịma jijiji a pịchapụtara.
18 Ma ọdịghị onye na-edu ya
n'etiti ụmụ nwoke nile o kpọpụ-
taworo; ọbụghị ma o nwere nke
ga-ejide ya n'aka, n'ime ụmụ
nwoke nile ọ zụliteworo.
19 [a]Ụmụ nwoke abụọ ndị a
abịakwutewo gị, ndị ga-enwe
mwute maka ọnọdụ gị — ịtọ-
gbọrọ n'efu gị na mbibi, na
ụnwụ ahụ na mma agha ahụ —
ma site n'aka onye ka m ga-akasi
gị obi?
20 Ụmụ nwoke gị, adawo mba,
ma ewezuga abụọ ndị a; ha na-
edịna n'isi ụzọ nile; dịka oke ehi
a na-azughị-azụ nọ n'ime ụgbụ,
ha jupụtara n'oke iwe nke Onye-
nwe, ịba mba nke Chineke gị.
21 Ya mere, nụrụ ugbua nke
a, gị onye nwere mkpagbu, na
[a]nñụrụ-mmanya, ma ọbụghị nke
mmanya:
22 Otu a ka Onye-nwe kwuru,
Onye-nwe na Chineke gị [a]na-
arịọtara ndị nke ya; lee, anapụ-
tawo m site n'aka gị iko nke ịma
jijiji, ike mmanya nke iko oke-
iwe m; ị gaghị añụkwa ya ọzọ.
23 Mana [a]a ga m etinye ya
n'aka ndị na-akpagbu gị; ndị sị-
woro mkpụrụ-obi gị: Rudata isi
ala, ka anyị gafee — ma ị
tọgbọwo arụ gị dịka ala na
dịka okporo-ụzọ nye ha bụ ndị
gafewororịị.
24 [a]Teta, teta, yịkwasị [b]ume gị,
O [c]Zaiọn; yịkwasị ọmarịcha uwe

11*c* Mkpu. 21:4.
12*a* OznỌd. 133:47;
136:22.
*b* Jer. 1:8.
*c* Aisa. 40:6–8;
1 Pita 1:24.
13*a* Jer. 23:27.
15*a* 1 Nif. 4:2.
16*a* 2 Nif. 3:9; 29:14.
17*a* Aisa. 29:9; Jer. 25:15.
*b* Luk 21:24.
19*a* Mkpu. 11:3.
21*a* 2 Nif. 27:4.
22*a* Jer. 50:34.
23*a* Zek. 12:9.
24*a* Aisa. 52:1–2.
*b* OznỌd. 113:7–8.
*c* NGAN Zaiọn.

nile gị, O Jerusalem, obodo-
ukwu dị nsọ; n'ihi na site ugbua
ọdịghị ndị ana-ebịghị-ụgwụ na
ndị na-adịghị ọcha [d]ga-abata
n'ime gị ọzọ.
25 Hụchapụ onwe gị site
n'uzuzu; [a]bilie, nọdụ ala, O
Jerusalem; tọpụ onwe gị site
[b]n'agbụ nile nke olu gị, O ada-
a-dọkpụrụ-n'agha nke Zaịọn.

## ISI 9

*Ndị Juu nile ka a ga-achịkọta n'ala ha nile nke e kwere na nkwa—Aja mgbaghara mmehie ahụ na-agbapụta mmadụ site n'Ọdịda ahụ—Arụ nile nke ndị nwụrụ-anwụ ga-apụta site n'ili, na mụọ ha nile site n'ala mụọ na site na paradaịs—A ga-ekpe ha ikpe—Aja mgbaghara mmehie ahụ na-azọpụta site n'ọnwụ, ala mụọ, ekwensu ahụ, na ahụhụ agwụgh-agwụ—Ndị ezi-omume ka a ga-azọpụta n'ala-eze Chineke—Ntaram-ahụhụ nke mmehie nile ka edoziworo—Onye-Nsọ nke Israel bụ onye-nche ọnụ ụzọ ama ahụ. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, ụmụnne m ndị m
hụrụ n'anya, a gụwo m ihe nile
ndị a ka unu wee mata ihe
gbasara [a]ọgbụgba-ndụ nile nke
Onye-nwe nke o gbaworo ya na
ụlọ nile nke Israel—
2 Na ọ gwawo ndị Juu okwu,
site n'ọnụ nke ndị-amụma ya
nile dị nsọ, ọbụna site na mmali-
te gbada, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ,
wee ruo mgbe oge ruru na a ga
[a]eweghachi ha nye nzukọ-nsọ
nke ezi-okwu ahụ na otu nke
Chineke; Mgbe a [b]ga-achịkọta
ha baa n'ụlọ [c]n'ala nile nke
nketa ha, ma a ga-ehiwe ha n'ala
ha nile e kwere na nkwa.
3 Lee, ụmụnne m nwoke ndị m
hụrụ n'anya, a na m agwa unu
ihe ndị a ka unu wee ñụrịa ọñụ,
ma [a]welie isi unu ruo mgbe nile,
n'ihi na ngọzi nile nke Onye-
nwe Chineke ka a ga-awụkwasị
ụmụ unu.
4 N'ihi na a ma m na unu
achọwo nnukwu, ọtụtụ n'ime
unu, ịmata maka ihe ndị ga-
abịa abia; ya mere a ma m na
unu matara na anụ arụ anyị
ga-ala-n'iyi ma nwụọ; otu o sila
dị, [a]n'arụ anyị nile, anyị ga-ahụ
Chineke.
5 E, a ma m na unu matara na
n'arụ ọ ga egosị onwe ya nye
ndị nọ na Jerusalem, bụ ebe
anyị siri bịa; n'ihi na ọ dị mkpa
na ọ ga-abụ otu n'ime ha; n'ihi
na ọ baara nnukwu [a]Onye-okike
uru na o kwenyere n'onwe ya
ka ọ ghọọ onye mmadụ ga-edu
n'anụ arụ, ma nwụọ n'ihi
[b]nmadụ nile, ka mmadụ nile
wee nọrọ n'okpuru ya.
6 N'ihi na dịka ọnwụ gafeta-
woro mmadụ nile, i ji mejupụta

24*d* Joel 3:17.
25*a* NB Kulite site n'aja na nọdu ala n'ùgwù, na-abụ onye a gbapụtara n'ikpe-azụ.
*b* OznỌd. 113:9–10.
**9** 1*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
2*a* 2 Nif. 6:11. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
*b* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*c* 2 Nif. 10:7–8. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
3*a* NAJS, Abụọma 24:7–10.
4*a* Job 19:26; Alma 11:41–45; 42:23; Hil. 14:15; Mọm 9:13.
5*a* NGAN Kee, Okike.
*b* Jọn 12:32; 2 Nif. 26:24; 3 Nif. 27:14–15.

[a]atụmatụ obi ebere nke nnukwu
Onye-okike ahụ, o kwesịrị na
a ga-enwe ikike nke [b]mbilite
n'ọnwụ, ma mbilite n'ọnwụ
kwesịrị ịbịakwasị mmadụ n'ihi
[c]ọdịda ahụ; ma ọdịda ahụ bịara
n'ihi njehie; ma n'ihi na mma-
dụ aghọwo onye dara ada,
[d]ebepụrụ ha site n'ebe Onye-
nwe nọ.
7 Ya mere, o kwesịrị ka ọ bụrụ
[a]aja mgbaghara mmehie [b]na-
enweghị oke—ma ọbụghị na ọ
ga-abụ aja mgbaghara mmehie
enweghị oke ire ure a enweghị
ike iyịkwasị ereghị-ure. Ya
mere, [c]ikpe mbụ nke bịakwasịrị
mmadụ kwesịrị ka ọ [d]dịgide
ruo oge agwụgh-agwụ. Ma o
bụrụ otu a, anụ arụ a kwesịrị
idebe n'ala ka o ree ure na ka ọ
tụrịsịa n'ime nne ya bụ ala, ka
ọ ghara ibilite ọzọ.
8 O [a]amamihe nke Chineke,
[b]obi ebere na [c]amara ya! N'ihi na
lee, ọbụrụ na [d]anụ arụ agaghị
ebilite ọzọ, mụọ anyị ga-anọzi
n'okpuru mụọ-ozi ahụ onye si
n'ebe Chineke ebighi-ebi ahụ nọ
[e]dapụ, ma ghọọ [f]ekwensu, nke
na-agaghị ebilite ọzọ.
9 Ma mụọ anyị nile ga-adịworịị
ka ya, ma anyị aghọọ ekwensu
nile, [a]ndị mụọ-ozi nke ekwensu,
ndị a [b]ga-emechibido ụzọ site
n'ebe Chineke anyị nọ, na ịnọ-
gide ha na nna nke [c]okwu ụgha
nile, n'ọnọdụ nhujụ anya, dịka
ya na onwe ya, e, onye ahụ nke
[d]ghọgburu nne na nna anyị
mbụ, nke [e]megharịworo onwe
ya ruo ịbụ [f]mụọ-ozi nke ìhè,
ma na-akpasu ụmụ nke mmadụ
n'ime [g]ntụgwa nzuzo nile nke
igbu mmadụ na ụdị ọrụ nzuzo
nile nke ọchịchịrị.
10 O lee otu nnukwu ịdị mma
nke Chineke anyị dị, onye-na-
akwadoro anyị ụzọ maka mgba-
laga site na njidesi ike nke ajọọ
anụ ahụ di egwụ; e, ajọọ anụ
ahụ, [a]ọnwụ na [b]ala mụọ, nke m
na-akpọ ọnwụ nke arụ, na kwa
ọnwụ nke mụọ.
11 Ma n'ihi [a]ụzọ-nnapụta nke
Chineke anyị, Onye-Nsọ nke
Israel, [b]ọnwụ a nke m kwuworo
maka ya, bụ nke arụ, ga-ewe-
pụta ndị ya nwụrụ anwụ;
ọnwụ nke ahụ bụ ili.
12 Ma [a]ọnwụ a nke m kwuwo-
ro maka ya, nke bụ ọnwụ nke
mụọ, ga-ewepụta ndị ya nwụrụ
anwụ; nke ọnwụ nke mụọ ya
bụ ala mụọ; ya mere, ọnwụ na
[b]ala mụọ ga-ewepụtarịrị ndị

6*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*b* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*c* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*d* 2 Nif. 2:5.
7*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* Alma 34:10.
*c* Mosa. 16:4–5; Alma 42:6, 9, 14.
*d* Mosa. 15:19.
8*a* Job 12:13; Abr. 3:21. NGAN Amamihe.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*c* NGAN Amara.
*d* OznỌd. 93:33–34.
*e* Aisa. 14:12; 2 Nif. 2:17–18; Moses 4:3–4; Abr. 3:27–28.
*f* NGAN Ekwensu.
9*a* Jekọb 3:11; Alma 5:25, 39.
*b* Mkpu. 12:7–9.
*c* NGAN Ghaa-ụgha.
*d* Jen. 3:1–13; Mosa. 16:3; Moses 4:5–19.
*e* 2 Ndị-Kọ 11:14; Alma 30:53.
*f* OznỌd. 129:8.
*g* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
10*a* Mosa. 16:7–8; Alma 42:6–15.
*b* NGAN Ala-mụọ.
11*a* NGAN Onye-nnapụta.
*b* NGAN Ọnwụ nke Arụ.
12*a* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
*b* OznỌd. 76:81–85.

ha nwụrụ anwụ, ma ala mụọ
ga-ewepụtarịrị mụọ ndị ọ dọ-
kpụụrụ n'agha, ma ili ga-ewe-
pụtarịrị arụ ndị ọ dọkpụụrụ
n'agha, ma arụ ndị a na [c]mụọ
ndị a nke ụmụ mmadụ ka a
ga [d]eweghachi otu na ibe ya;
ma ọ bụ site n'ike nke mbilite
n'ọnwụ nke Onye-Nsọ nke
Israel.
13 O lee ka nnukwu [a]atụmatụ
ya ha, nke Chineke anyị! N'ihi
na n'aka nke ọzọ, [b]paradaịs nke
Chineke ga-ewepụtarịrị mụọ
nile nke ndị ezi-omume, ma ili
ahụ ewepụta arụ nke ndị ezi-
omume; ma mụọ ahụ na arụ ahụ
ka a [c]ga-eweghachi kwara onwe
ya ọzọ, ma mmadụ nile ga-
aghọ ndị na-agaghị ere ure, na
[d]agaghị-anwụ anwụ, ma ha bụ
mkpụrụ-obi dị ndụ, nwere
[e]ọmụma-ihe [f]zuru oke dịka anyị
n'ime anụ arụ, ma ọbụghị na
amamihe anyị ga-ezu oke.
14 Ya mere, anyị ga-enwe
[a]amamihe zuru oke maka [b]ikpe-
ọmụma nke anyị, na adịghị ọcha
anyị, na [c]ịgba-ọtọ anyị, ma [d]ndị
ezi-omume ga-enwe amamihe
zuru oke maka inwe ọñụ ha, na
ezi-omume ha, ebe [e]eyịkwasịrị
ha [f]enweghị ntụpọ dịka uwe,
e, ọbụna i ji [g]uwe-mwụda nke
ezi-omume.
15 Ma ọ ga-eru na mgbe mma-
dụ nile ga-agafeworiị ọnwụ
nke mbụ a baa na ndụ, ebe ọ bụ
na ha a ghọwo ndị na-anaghị
anwụ-anwụ, ha ga-apụta n'iru
[a]oche-ikpe nke Onye-Nsọ nke
Israel; ma mgbe ahụ ka [b]ikpe
ga-abịa, ma mgbe ahụ ka a ga-
ekperịrị ha ikpe dịka usoro nke
ikpe dị nsọ nke Chineke siri dị.
16 Ma dịka o siri bụrụ ezi-
okwu, na Onye-nwe na-adị ndụ,
n'ihi na Onye-nwe Chineke
ekwuwo ya, ma ọ bụ [a]okwu
ebighi-ebi ya, nke na-agaghị
[b]agabiga, na ndị nile bụ ndị
ezi-omume ga-abụ kwa ndị
ezi-omume, ma ndị ruru inyi
ga-abụ kwa ndị [c]ruru inyi; ya
mere, ndị ahụ [d]ruru inyi bụ
[e]ekwensu na ndị mụọ-ozi ya;
ma ha ga-apụ baa n'ime [f]ọkụ
mgbe nile na-adigide; a kwado-
bere ha; na ahụhụ ha ga-adị ka
[g]ọdọ ọkụ na nkume ọkụ, nke
ire ọkụ ya na-arigoro n'elu ruo
mgbe nile na mgbe nile na-
enweghị ọgwụgwụ.
17 O ịdị ukwuu na [a]ikpe-zịrị-
ezi nke Chineke anyị! N'ihi na
o na-emezu okwu ya nile, ma

12*c* NGAN Mụọ.
*d* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
13*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*b* OznỌd. 138:14–19. NGAN Paradaịs.
*c* Alma 11:43.
*d* NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
*e* OznỌd. 130:18–19.
*f* NGAN Zuru-oke.
14*a* Mosa. 3:25; Alma 5:18.
*b* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
*c* Mọm 9:5.
*d* NGAN Ezi-omume, Ime Ezi-omume.
*e* Ilu 31:25.
*f* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*g* OznỌd. 109:76.
15*a* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*b* Abụọma 19:9; 2 Nif. 30:9.
16*a* 1 Ndez. 8:56; OznỌd. 1:38; Moses 1:4.
*b* OznỌd. 56:11.
*c* NGAN Inyi, Iru-inyi.
*d* 1 Nif. 15:33–35; Alma 7:21; Mọm 9:14; OznỌd. 88:35.
*e* NGAN Ekwensu.
*f* Mosa. 27:28.
*g* Mkpu. 21:8; 2 Nif. 28:23; OznỌd. 63:17.
17*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.

ha apụtawo site n'ọnụ ya, ma iwu ya ka a ga-emezurịrị.
18 Ma, lee, ndị ezi-omume, [a]ndị-nsọ nke Onye-Nsọ nke Israel, ndị kwenyeworo n'Onye-Nsọ nke Israel, ndị nagideworo [b]obe nile nke ụwa, ma leliạ ihere dị ya, ha [c]ga eketa [d]ala-eze nke Chineke, nke a kwadobere maka ha [e]site na ntọ-ala nke ụwa, ma ọñụ ha ga eju eju [f]ruo mgbe nile.
19 O ịdị ukwuu nke obi ebere nke Chineke, Onye-Nsọ nke Israel! N'ihi na O na-[a]anapụta ndị nsọ ya site n'aka ajọọ [b]anụ ahụ dị egwụ bụ ekwensu, na ọnwụ, [c]na ala mụọ, na ọdọ ọkụ ahụ na nkume ọkụ, nke bụ ahụhụ agwụgh-agwụ.
20 O lee ka nnukwu [a]ịdị nsọ nke Chineke anyị ha! N'ihi na ọ [b]mazuru ihe nile, ma ọdịghị ihe ọbụla ma ọbụghị na ọ matara ya.
21 Ma ọ bịaworo n'ime ụwa ka o wee [a]zọpụta mmadụ nile ma ọbụrụ na ha ga aña nti n'olu ya; n'ihi na lee, o na-ata ahụhụ [b]mgbu nke mmadụ nile, e, mgbu nke ihe nile ekere eke dị ndụ, ma ndị nwoke, ndị nwanyị, na ụmụ-ntakịrị, bụ ndị ezi na ụlọ [c]Adam.
22 Ma ọ na-ata ahụhụ a ka mbilite n'ọnwụ ruo mmadụ nile, ka ha nile wee guzoro n'iru ya na nnukwu ụbọchị ikpe ahụ.
23 Ma o nyere mmadụ nile iwu na ha garịrị [a]echegharị, ma [b]mee baptism n'aha ya, nwere okwukwe zuru-oke n'Onye-Nsọ nke Israel, ma-ọbụ agaghị azọpụta ha n'ala-eze Chineke.
24 Ma ọbụrụ na ha agaghị echegharị ma kwere [a]n'aha ya, ma mee baptism n'aha ya, ma [b]nọgide ruo ọgwụgwụ, a ga [c]ama ha ikpe; n'ihi na Onye-nwe Chineke, Onye-Nsọ nke Israel, ekwuwo ya.
25 Ya mere, o nyewo [a]iwu; ma ebe ana-enweghị [b]iwu e nyere, e nweghị ntaram-ahụhụ, ma ebe ana-enweghị ntaram-ahụhụ e nweghị amam-ikpe; ma ebe ana-enweghị amam-ikpe, ebere nile nke Onye-Nsọ nke Israel na-agbapụta ha, n'ihi aja mgbaghara mmehie ahụ; n'ihi na a na-anapụta ha site n'ike nke ya.
26 N'ihi na [a]aja mgbaghara mmehie ahụ kwụzuru ụgwọ nke [b]ikpe ya ziri-ezi n'arụ ndị nile [c]na-enweghị [d]iwu enyere

18*a* NGAN Onye-nsọ.
*b* Luk 14:27.
*c* OznỌd. 45:58; 84:38.
*d* NGAN Mbuli Elu.
*e* Alma 13:3.
*f* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
19*a* OznỌd. 108:8.
*b* 1 Nif. 15:35.
*c* NGAN Ala-mụọ.
20*a* NGAN Ịdị-nsọ.
*b* Alma 26:35; OznỌd. 38:2.
21*a* NGAN Nzọpụta.
*b* OznỌd. 18:11; 19:18.
*c* NGAN Adam.
23*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* NGAN Baptism, Mee Baptism.
24*a* NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
*b* NGAN Nọgide.
*c* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
25*a* Jemes 4:17. NGAN Iwu.
*b* Ndi Rom 4:15; 2 Nif. 2:13; Alma 42:12–24. NGAN Inye Nkọwasị, Nkọwasị, Nwe Nkọwasị.
26*a* 2 Nif. 2:10; Alma 34:15–16. NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*c* Mosa. 3:11.
*d* Mosa. 15:24; OznỌd. 137:7.

ha, na a na-anapụta ha n'aka ajọọ anụ ahụ dị egwụ, ọnwụ na ala mụọ na ekwensu na ọdọ ọkụ na nkume ọkụ, nke bụ ahụhụ agwụgh-agwụ; ma akpọghachị ha nye Chineke ahụ onye nyere ha [e]ume-okuku, nke bụ Onye-Nsọ nke Israel.
27 Ma ahụhụ na-adịrị ya bụ onye nwere [a]iwu e nyere, e, nke nwere iwu-nsọ nile nke Chineke, dịka anyị, ma bụrụ onye na-ejehie ha, na onye na-ala ụbọchị nile nke mnwale ya n'iyi, n'ihi na egwu ka ọnọdụ ya dị!
28 O [a]atụmatụ aghụghọ nke ajọọ-onye ahụ! O [b]abaghị uru, na esịghị-ike nile, na nzuzu nile nke ụmụ mmadụ! Mgbe ha [c]mụtaworo akwụkwọ ha naeche na ha [d]ma ihe, ma ha anaghị aña ntị na [e]ndụmọdụ nke Chineke, n'ihi na ha na ewezuga ya n'akụkụ, na-eche na ha ma nke onwe ha, ya mere, amamihe ha bụ nzuzu ma ọ gaghị abara ha uru. Ma ha ga-ala-n'iyi.
29 Mana ịmụta akwụkwọ dị mma ma ọbụrụ na ha [a]ñaa ntị na [b]ndụmọdụ nile nke Chineke.
30 Mana ahụhụ na-adịrị [a]ọgaranya, ndị bara ụba n'ihe nile nke ụwa. N'ihi na maka na ha bụ ọgaranya ha na-eleda [b]ndị ogbenye anya, ma ha na-esogbu ndị dị umeala n'obi, ma obi ha nile dị n'ebe akụ ha dị; ya mere, akụ ha bụ chi ha. Ma lee, akụ ha ga-esokwa ha laa n'iyi.
31 Ma ahụhụ na-adịrị ndị ntịike ndị na-agaghị [a]anụ ihe; n'ihi na ha ga-ala-n'iyi.
32 Ahụhụ na-adịrị ndị-ìsì naagaghị ahụ ụzọ; n'ihi na ha ga-ala kwa n'iyi.
33 Ahụhụ na-adịrị ndị na-ebịghị ụgwụ n'obi, n'ihi na mmata nke ajọọ-omume ha ga-emekpa ha arụ n'ụbọchị ikpe-azụ ahụ.
34 Ahụhụ na-adịrị [a]onye okwu ụgha, n'ihi na a ga-atụba ya [b]n'ala mụọ.
35 Ahụhụ na-adịrị onye ogbummadụ nke na-akpachapụ anya [a]na-egbu, n'ihi na ọ [b]ga-anwụ.
36 Ahụhụ na-adịrị ndị [a]na-agba akwụna, n'ihi na a ga-atụba ha n'ala mụọ.
37 E, ahụhụ na-adịrị ndị [a]na-efe arụsị apịrị-apị, n'ihi na ekwensu nke ekwensu nile nwere mmasị n'ebe ha nọ.
38 Ma, na nke-nke, ahụhụ naadịrị ndị nile na-anwụ n'ime mmehie ha; n'ihi na ha [a]ga-alaghachịkwute Chineke, ma lee

26*e* Jen. 2:7; OznỌd. 93:33; Abr. 5:7.
27*a* Luk 12:47–48.
28*a* Alma 28:13.
*b* NGAN Efu, Ihe-efu.
*c* Luk 16:15; 2 Nif. 26:20; 28:4, 15.
*d* Ilu 14:6; Jer. 8:8–9; Ndi Rom 1:22. NGAN Mpako; Amamihe.
*e* Alma 37:12. NGAN Onye Ndụmọdụ (aha).
29*a* 2 Nif. 28:26.
*b* Jekọb 4:10.
30*a* Luk 12:34; 1 Tim. 6:10; OznỌd. 56:16.
*b* NGAN Ogbenye.
31*a* Ezik. 33:30–33; Mat. 11:15; Mosa. 26:28; OznỌd. 1:2, 11, 14; Moses 6:27.
34*a* Ilu 19:9. NGAN Ịkwụ Ọtọ, Kwụ-ọtọ; Ghaa-ụgha.
*b* NGAN Ala-mụọ.
35*a* Ọpụ. 20:13; Mosa. 13:21.
*b* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ.
36*a* 3 Nif. 12:27–29. NGAN Ịdị-ọcha Mmekọrịta.
37*a* NGAN Ife Arụsị.
38*a* Alma 40:11, 13.

iru ya, ma nọgide n’ime mmehie
ha nile.
39 O, ụmụnne m nwoke ndị
m hụrụ n’anya, cheta ịdị
egwụ dị n’ime ijehie megide
Chineke ahụ dị nsọ, na kwa ịdị
egwụ nke ikwenye na ndufu
nile nke [a]onye-aghụghọ ahụ.
Cheta, na itinye-uche [b]n’ihe
nke ụwa bụ [c]ọnwụ, ma itinye-
uche n’ihe nke mụọ bụ [d]ndụ
[e]ebighi-ebi.
40 O, ụmụnne m nwoke m
hụrụ n’anya, nye ntị n’okwu m
nile. Cheta ịdị ukwuu nke Onye-
Nsọ nke Israel. Unu asịkwala na
mụ ekwuwo ihe siri ike megide
unu; n’ihi na ọbụrụ na unu emee
nke a, unu ga-emegide [a]ezi-
okwu; n’ihi na ekwuwo m okwu
nke Onye meworo unu. A ma m
na ezi-okwu [b]na-esi ike megide
adịghị-ọcha nile: ma na ndị
ezi-omume anaghị atụ ha egwu,
n’ihi na ha hụrụ ezi-okwu n’a-
nya ma ọ naghị atụgharị ha.
41 O mgbe ahụ, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n’anya, [a]bịa-
kwute nụ Onye-nwe, Onye-Nsọ
ahụ. Cheta na ụzọ ya nile bụ ezi-
omume. Lee, [b]ụzọ nke mmadụ
dị [c]mkpafa, ma na ọ tọgbọrọ n’o-
kporo ụzọ guzoro kwe m n’iru
ya, ma onye nche nke [d]ọnụ-ụzọ
ama ahụ bụ Onye-Nsọ nke
Israel; ma ọ naghị enye oru
ọbụla ọrụ n’ebe ahụ; ma ọdịghị
ụzọ ọzọ ma ọbụghị site n’ọnụ
ụzọ ahụ; n’ihi na e nweghị ike
ịghọgbu ya, n’ihi na Onye-nwe
Chineke bụ aha Ya.
42 Ma onye-ọbụla kụrụ-aka, ọ
bụ ya ka ọ ga-emeghere; ma
[a]onye amamihe, na onye nwere
mmụta, na ndị bara ọgaranya,
ndị [b]na-afuli-elu n’ihi ọmụmụ
ihe ha, na amamihe ha, na akụ
na ụba ha — e, ha bụ ndị ọ na-
akpọ asị; ma, ma ọbụghị na ha
ga atufu ihe ndị a, ma were
onwe ha ka [c]ndị nzuzu n’iru
Chineke, ma wedata onwe ha
n’ime omimi nile nke [d]obi umea-
la, ọ gaghị emeghere ha ụzọ.
43 Ma na ihe nile nke ndị ama-
mihe na ndị na-akpachapụ anya
ka a [a]ga-ezonarị ha ruo mgbe
nile — e, añụrị ahụ nke akwado-
bere ndị nsọ nile.
44 O, ụmụnne m nwoke m
hụrụ n’anya, cheta okwu m nile.
Lee, eyipụwo m uwe m nile, ma
ahụchasịwo m ha n’iru unu;
A na m ekpe ka Chineke nke
nzọpụta m na ọ ga-eji [a]anya
ịchọta ihe nile ya lee m; ya
mere, unu ga amata n’ụbọchị
ikpe-azụ, mgbe a ga-ekpe mma-
dụ nile ikpe site n’ọrụ ha nile,
na Chineke nke Israel gbara
aka-ebe na m [b]hụchapụrụ ajọọ-
omume unu site na mkpụrụ-obi

39*a* 2 Nif. 28:20–22; 32:8; Mosa. 2:32; 4:14; Alma 30:53.
*b* Ndi Rom 8:6. NGAN Nke Anụ Arụ.
*c* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
*d* Ilu 11:19.
*e* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
40*a* NGAN Ezi-okwu.
*b* 1 Nif. 16:2; 2 Nif. 28:28; 33:5.
41*a* 1 Nif. 6:4; Jekọb 1:7; Omnai 1:26; Moro. 10:30–32.
*b* 2 Nif. 31:17–21; Alma 37:46; OznỌd. 132:22, 25.
*c* Luk 13:24; 2 Nif. 33:9; Hil. 3:29–30.
*d* 2 Nif. 31:9, 17–18; 3 Nif. 14:13–14; OznỌd. 43:7; 137:2.
42*a* Mat. 11:25.
*b* NGAN Mpako.
*c* 1 Ndị-Kọ 3:18–21.
*d* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
43*a* 1 Ndị-Kọ 2:9–16.
44*a* Jekọb 2:10.
*b* Jekọb 1:19.

m, ma na m guzoro n'ịdị ọcha
n'iru ya, na [c]ewezugawo m
n'ọbara unu.
45 O, ụmụnne m nwoke ndị m
hụrụ n'anya, tụgharịanụ site na
mmehie unu nile; hụchapụ [a]ụ-
dọ-igwe nke onye ahụ ga-eke
unu agbụ ọsọ-ọsọ; bịakwute
Chineke ahụ nke bụ [b]nkume nke
nzọpụta unu.
46 Kwadobe mkpụrụ-obi unu
maka ụbọchị otuto ahụ mgbe a
ga-ekpe ndị ezi-omume [a]ikpe
zịrị ezi, ọbụna ụbọchị [b]ikpe,
ka unu ghara ịmịpụ site n'ụjọ
dị egwụ; ka unu ghara icheta
[c]ikpe-ọmụma ahụ dị egwụ
n'izu-oke ya, ma bụrụ ndị a ga-
akwagide iti-mkpu: Nsọ, nsọ ka
ikpe gị nile dị, O Onye-nwe
Chineke [d]Pụrụ Ime Ihe nile—
ma na a ma m ikpe-ọmụma m;
E jehiere m iwu gị, ma njehie m
nile bụ nke m; ma ekwensu
enwetawo m, nke na a bụ m anụ
ịkpa-nri nye nhuju anya dị
egwụ nke ya.
47 Ma lee, ụmụnne m nwoke,
ọ dị mkpa na m ga-emete unu
ka unu hụ ezi-okwu dị egwu si
n'ihe ndị a nile? A ga m ata
mkpụrụ-obi unu ahụhụ ma
ọbụrụ na obi unu dị ọcha? A ga
m ekwupụtara unu ezi-okwu
dịka nkwupụta ezi-okwu ma
ọbụrụ na agbapụtara unu na
mmehie?
48 Lee, ọbụrụ na unu dị nsọ a
ga m agwa unu okwu maka ịdị
nsọ; mana ebe ọbụ na unu a
dịghị nsọ, ma unu na-elekwasị
m anya dịka onye-nkuzi, ọ ga-
adịrịrị mkpa na m [a]ga-akụziri
unu ihe [b]mmehie na-eweta.
49 Lee, mkpụrụ-obi m na-akpọ
mmehie asị, ma obi m na-enwe
añụrị n'ime ezi-omume; ma a ga
m [a]eto aha nsọ nke Chineke m.
50 Bịanụ, ụmụnne m nwoke,
onye ọbụla nke akpịrị kpọrọ
nkụ, bịanụ na [a]mmiri nile ahụ;
ma onye nke na-enweghị [b]ego,
bịa zụrụ ma rie; e, bịa zụrụ
mmanya na mmiri-ara na-ejighi
ego na na-enweghị ọnụ ahịa.
51 Ya mere, akwụla ego n'ihe
nke na-enweghị ọnụ ahịa, ma-
ọbụ [a]ọrụ aka unu maka ihe
na-enweghị ike inye afọ-ojuju.
N̄aa m ntị nke ọma, ma cheta
okwu nile nke m kwuworo; ma
bịakwute Onye-Nsọ nke Israel,
ma [b]rie oriri n'elu ihe na-anaghị
ala-n'iyi, na-abụghị ma ọ ga ere
ure, ma ka mkpụrụ-obi unu
nwe añụrị n'ibu ibu.
52 Lee, ụmụnne m nwoke ndị
m hụrụ n'anya, cheta okwu nile
nke Chineke unu; na-ekpere ya
mgbe nile n'ehihie, ma nye aha
nsọ ya [a]ekele n'abalị. Ka obi unu
ñụrịa ọnụ.
53 Ma lee, ka ịdị ukwuu
[a]ọgbụgba-ndụ nile nke Onye-
nwe ha, ma lee ka ịdị ukwuu
mwedata-onwe-ala ya nile ha
n'ebe ụmụ nke mmadụ nọ; ma
n'ihi ịdị ukwuu ya, ma amara

44*c* Jekọb 2:2; Mosa. 2:28.
45*a* 2 Nif. 28:22; Alma 36:18.
*b* NGAN Oke-nkume.
46*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*c* Mosa. 3:25.
*d* 1 Nif. 1:14; Moses 2:1.
48*a* Alma 37:32.
*b* NGAN Mmehie.
49*a* 1 Nif. 18:16.
50*a* NGAN Mmiri Ndụ.
*b* Alma 42:27.
51*a* Aisa. 55:1–2.
*b* 2 Nif. 31:20; 32:3; 3 Nif. 12:6.
52*a* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
53*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ.

na [b]obi ebere ya, o kwewo anyị
nkwa na mkpụrụ-afọ anyị aga-
ghị abụ ihe ebibiri kpam kpam,
dịka n'anụ arụ, mana, ya ga-
edokwa ha; ma n'ọgbọ dị n'iru
ha ga-aghọ [c]ngalaba ezi-omume
nye ụlọ nke Israel.
54 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, a ga m agwa unu okwu
karịa; mana echi a ga m ekwu-
pụtara unu okwu m nile fọdụrụ.
Amen.

## ISI 10

*Ndị Juu ga-akpọgide Chineke ha n'obe—A ga-ekposasị ha ruo mgbe ha ga amalite ikwere na ya—Amerika ga-abụ ala ntọhapụ ebe n'adịghị eze ga-achị ya—Ka unu na Chineke mee udo ma rite nzọpụta site n'amara ya. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua mụ, Jekọb, na-agwa
unu ọzọ, ụmụnne m nwoke ndị
m hụrụ n'anya, gbasara [a]ngala-
ba ezi-omume a nke m kwuwo-
ro okwu maka ya.
2 N'ihi na lee, [a]nkwa nile ndị
anyị nwetaworo bụ nkwa e
kwere anyị dịka n'anụ arụ; ya
mere, dịka e gosịworo m ya na
ọtụtụ ụmụ anyị ga-ala-n'iyi
n'anụ arụ n'ihi ekweghị ekwe,
otu o sila dị, Chineke ga-emere
ọtụtụ ebere; ma a ga-ewetagha-
chi ụmụ anyị, nke ga-eme ka ha
nweta ihe ahụ nke ga-enye ha ezi
ọmụma nke Onye-mgbapụta ha.
3 Ya mere, dịka m gwara unu,
ọ ga-adịrịrị mkpa na Kraịst—
n'ihi na n'abalị nke ikpe-azụ
[a]mụọ-ozi ahụ gwara m okwu na
nke a ga-abụ aha ya—[b]ga-abịa
n'etiti ndị Juu, n'etiti akụkụ
ụwa ndị kara bụrụ ndị ọjọọ; ma
ha [c]ga-akpọgide ya n'obe—n'ihi
na otu a ka ọ masịworo Chineke
anyị na ọ ga-adị, ma ọdịghị
mba ọzọ n'ụwa [d]ga-akpọgide
[e]Chineke ha n'obe.
4 N'ihi na ọbụrụ na oke [a]ọrụ-
ebube nile ahụ ga-eme n'etiti
mba ndị ọzọ ha ga-echegharị,
ma mata na ọ bụ Chineke ha.
5 Ma na n'ihi [a]nchụ-aja aghụ-
ghọ nile na ajọọ-omume nile, ha
bụ ndị nọ na Jerusalem ga-akpọ
ekwe ha nkụ megide ya, ka a
kpọgide ya n'obe.
6 Ya mere, n'ihi ajọọ-omume
ha nile, mbibi nile, ụnwụ nile,
ajọọ ọrịa nile, na nkwafu-ọbara
ga-abịakwasị ha; ma ndị nke
a na-agaghị ebibi ka a [a]ga-ekpo-
sasị n'etiti mba nile.
7 Mana lee, otu a ka [a]Onye-nwe
Chineke kwuru: [b]Mgbe ụbọchị
ruru na ha ga-ekwere na m,
na m bụ Kraịst, mgbe ahụ ka
mụ na nna ha gbaworo-ndụ na

53*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*c* NGAN Ubi Vine nke Onye-nwe.
**10** 1*a* 1 Nif. 15:12–16; 2 Nif. 3:5; Jekọb 5:43–45.
2*a* 1 Nif. 22:8; 3 Nif. 5:21–26; 21:4–7.
3*a* 2 Nif. 25:19; Jekọb 7:5; Moro. 7:22.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
*c* 1 Nif. 11:33; Mosa. 3:9; OznỌd. 45:52–53.
*d* Luk 23:20–24.
*e* 1 Nif. 19:10.
4*a* NGAN Ọrụ Ebube.
5*a* Luk 22:2. NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
6*a* 1 Nif. 19:13–14. NGAN Israel—Mkposasị nke Israel.
7*a* NGAN Onye-nwe.
*b* 2 Nif. 25:16–17.

aga-akpọtaghachi ha n'anụ arụ, n'elu ụwa, laghachị n'ala nile nke nketa ha.
8 Ma ọ ga-eru na-aga [a]achịkọbata ha site n'ogologo mkposasị ha, site na [b]ala nile mmiri gbara gburu-gburu nke osimiri, ma site n'akụkụ anọ nke ụwa, ma mba nile nke ndị Jentaịlụ ga-adị ukwuu n'anya nke m, otu a ka Chineke kwuru, [c]n'ibụga ha ruo n'ala nile nke nketa ha.
9 [a]E, ndị eze ndị Jentaịlụ nile ga-abụ ndị nna-na-azụ ụmụ nye ha, ma ndị eze-nwanyị ha nile ga-abụ ndị nne na-azụ ụmụ; ya mere, [b]nkwa nile nke Onye-nwe dị ukwuu n'ebe ndị Jentaịlụ nọ, n'ihi na o kwuwo ya, ma onye ga arụ ụka?
10 Mana lee, ala nke a, otu a ka Chineke kwuru, ga-abụ ala nketa unu, ma [a]ndị Jentaịlụ ka a ga-agọzi n'elu ala ahụ.
11 Ma ala nke a ga-abụ ala nke [a]ntọhapụ nye ndị Jentaịlụ, ma a gaghị enwe [b]ndị eze n'elu ala ahụ, ndị ga-ewelite elu nye ndị Jentaịlụ.
12 Ma a ga m ewusi ala a ike megide mba nile ndị ọzọ.
13 Ma onye ọbụla [a]na-alụ ọgụ megide Zaịọn ga [b]ala-n'iyi, otu a ka Chineke kwuru.
14 N'ihi na onye ọbụla welitere eze megide m ga-ala-n'iyi, n'ihi na mụ, bụ Onye-nwe, [a]eze nke elu-igwe, ga-abụ eze ha, ma aga m abụ [b]ìhè nye ha ruo mgbe nile, bụ ndị na-anụ okwu m nile.
15 Ya mere, n'ihi nke a, na a ga-emezu [a]ọgbụgba-ndụ m nile nke M meworo nye ụmụ nke mmadụ, na m ga-emere ha mgbe ha nọ n'anụ arụ, ọ dịrịrị mkpa na m ga-ebibi [b]ọrụ nzuzo nile nke [c]ọchịchịrị, na nke igbu mmadụ nile, na nke ihe arụ nile.
16 Ya mere, onye ọbụla n'alụ ọgụ megide [a]Zaịọn, ma Juu ma Jentaịlụ, ma ndị bụ oru ma ndị nwe onwe ha, ma ndị nwoke ma ndị nwanyị, ga-ala-n'iyi; n'ihi na [b]ha bụ ndị bụ akwụnakwụna nke ụwa nile; n'ihi na [c]ndị [d]na-anọnyereghị m [e]na-emegide m, ka Chineke anyị kwuru.
17 N'ihi na a ga m [a]emezu nkwa m nile nke m kweworo ụmụ nke mmadụ, na a ga m emere ha mgbe ha nọ n'anụ arụ —
18 Ya mere, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, otu a ka Chineke anyị kwuru: A ga m akpagbu mkpụrụ-afọ gị site n'aka nke [a]ndị Jentaịlụ, otu o sila dị, a ga m eme ka obi ndị Jentaịlụ dị nro, ka ha wee dịka

8*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*b* 1 Nif. 22:4; 2 Nif. 10:20–22; OznỌd. 133:8.
*c* 1 Nif. 22:8.
9*a* Aisa. 49:22–23.
*b* 1 Nif. 22:8–9; OznỌd. 3:19–20.
10*a* 2 Nif. 6:12.
11*a* NGAN Inwere-onwe, Nnwere-onwe.
*b* Mosa. 29:31–32.
13*a* 1 Nif. 22:14, 19.
*b* Aisa. 60:12.
14*a* Alma 5:50; OznỌd. 38:21–22; 128:22–23; Moses 7:53.
*b* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
15*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ.
*b* Hil. 3:23. NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
*c* NGAN Ọchịchịrị nke Mụọ.
16*a* NGAN Zaịọn.
*b* 1 Nif. 13:4–5.
*c* 1 Nif. 14:10.
*d* 1 Nif. 22:13–23; 2 Nif. 28:15–32; 3 Nif. 16:8–15; Ita 2:9.
*e* Mat. 12:30.
17*a* OznỌd. 1:38.
18*a* Luk 13:28–30; OznỌd. 45:7–30.

nna nye ha; ya mere, ndị Jentaị-
lụ ga-abụ ndị [b]agọziri agọzi ma
[c]gụnye n'etiti ụlọ nke Israel.
19 Ya mere, a ga m [a]edo ala a
nsọ nye mkpụrụ-afọ unu, na ndị
ahụ a ga-agụnye n'etiti mkpụrụ-
afọ unu, ruo mgbe nile, n'ihi
ala nke nketa ha; n'ihi na ọ bụ
ala nhọrọ karịa ala ndị ọzọ, otu
a ka Chineke gwara m, karịa ala
nile ndị ọzọ, ya mere, a ga m
achọ ka mmadụ nile na-ebi n'ala
ahụ ka ha na-efe m, otu a ka
Chineke kwuru.
20 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke ndị m hụrụ n'anya, ebe anyị
hụworo na Chineke nke ebere
anyị enyewo anyị nnukwu
mmata ihe ha otu a gbasara ihe
ndị a, ka anyị na-echeta ya, ma
wezuga mmehie anyị nile, ma
ghara ịkwụdata isi anyị, n'ihi na
a tụfughị anyị atụfu; otu o sila
dị, a [a]chụpụwo anyị site n'ala
nke nketa anyị; mana e dugawo
anyị [b]n'ala nke ka mma, n'ihi na
Onye-nwe emewo osimiri okpo-
ro [c]ụzọ anyị, ma anyị nọ [d]n'ala
nile mmiri gbara gburu-gburu
nke osimiri.
21 Ma nnukwu ka nkwa nile
nke Onye-nwe di nye ha bụ ndị
nọ n'elu ala ahụ mmiri gbara
gburu-gburu nke osimiri; ya
mere dịka o kwuru, [a]ala mmiri
gbara gburu-gburu, ọ ga-enwe-
riri ihe ka nke a, ma ndị bi kwa
na ha bụ ụmụnne anyị.
22 N'ihi na lee, Onye-nwe
Chineke [a]akpọpụwo site n'oge
ruo n'oge site n'ụlọ nke Israel,
dịka ọchịchọ na mmasị ya siri
dị. Ma ugbua lee, Onye-nwe na-
echeta ndị nile ekewapụworo,
ya mere ọ na-echeta kwa anyị.
23 Ya mere, nweenụ añụrị
n'obi unu, ma cheta na unu
[a]nwere onwe unu [b]ime ihe unu
chọrọ ime—[c]ịhọrọ ụzọ nke
ọnwụ mgbe nile na-adigide ma-
ọbụ ụzọ nke ndụ ebighi-ebi.
24 Ya mere, ụmụnne m nwoke
ndị m hụrụ n'anya, mee nụ udo
na ọchịchọ nke Chineke, ma
ọbụghị nye ọchịchọ nke ekwen-
su na anụ arụ; ma cheta, mgbe
unu meworo udo unu na
Chineke, na ọ bụ n'ime na site
[a]n'amara nke Chineke ka a ga
[b]azọpụta unu.
25 Ya mere, ka Chineke kulite
unu site n'ọnwụ site n'ike nke
mbilite n'ọnwụ, na kwa site
n'ọnwụ mgbe nile na-adigide
site n'ike nke [a]aja mgbaghara
mmehie, ka e wee nabata unu
n'ime ala-eze ebighi-ebi nke
Chineke, ka unu wee too ya site
n'amara nsọ. Amen.

## ISI 11

*Jekob hụrụ Onye-mgbapụta ya—Iwu nke Moses na-egosị ezigbo-ụdị nke Kraịst ma gosipụta na ọ ga-abịa.*

18*b* Ndị-Efe. 3:6.
*c* Ndị-Gal. 3:7, 29; 1 Nif. 14:1–2; 3 Nif. 16:13; 21:6, 22; 30:2; Abr. 2:9–11.
19*a* 2 Nif. 3:2.
20*a* 1 Nif. 2:1–4.
*b* 1 Nif. 2:20. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*c* 1 Nif. 18:5–23.
*d* Aisa. 11:10–12.
21*a* 1 Nif. 19:15–16; 22:4.
22*a* 1 Nif. 22:4.
23*a* NGAN Ohere-Ihọrọ.
*b* 2 Nif. 2:16.
*c* Deut. 30:19.
24*a* NGAN Amara.
*b* NGAN Nzọpụta.
25*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.

*Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua, [a]Jekọb kwuru ọtụtụ
ihe ndị ọzọ nye ndị m n'oge
ahụ; otu o sila dị nanị ihe ndị
a ka m meworo ka e [b]depụta,
n'ihi na ihe ndị m depụtaworo
ezuworo m.
2 Ma ugbua mụ, Nifaị, na-
edekarị okwu nile nke [a]Aịsaịa,
n'ihi na mkpụrụ-obi m na-enwe
mmasị n'okwu ya nile. N'ihi na
a ga m e ji okwu ya nile tụnyere
ndị m, ma a ga m ezipụgara ha
ụmụ m nile, n'ihi na n'ezie ọ
hụrụ [b]Onye-mgbapụta m, dịka
m hụworo ya.
3 Ma nwanne m nwoke, Jekọb,
[a]ahụwo kwa ya dịka m hụworo
ya; ya mere, a ga m ezigara ụmụ
m okwu ha iji gosị ha na okwu m
nile bụ ezi-okwu. Ya mere, site
n'okwu [b]mmadụ atọ, Chineke
ekwuwo, a ga m ehiwe okwu
m. Otu o sila dị Chineke na-ezita
ndị aka-ebe karịa ndị a, ma ọ
na-egosipụta okwu ya nile.
4 Lee, mkpụrụ-obi m na-enwe
mmasị [a]n'igosi ndị m ezi-okwu
nke [b]ọbịbịa Kraịst; n'ihi na, n'ihi
nke a ka e nyeworo [c]iwu Moses;
na ihe nile nke Chineke nyewo-
ro site na mmalite ụwa, nye
mmadụ, bụ igosị ezigbo ụdị ya.
5 Ma mkpụrụ-obi m na-enwe
kwa mmasị [a]n'ọgbụgba-ndụ
nile nke Onye-nwe nke ọ gba-
woro ya na nna anyị ha; e,
mkpụrụ-obi m na-enwe mmasị
n'amara ya, na n'ikpe zịrị-ezi
ya, na ike, na obi ebere na nnu-
kwu atụmatụ ebighi-ebi nke
nnapụta site n'ọnwụ.
6 Ma mkpụrụ-obi m na-enwe
mmasị n'igosipụta nye ndị m na,
[a]ma ọbụghị na Kraịst ga-abịa,
mmadụ nile ga-alarịrị n'iyi.
7 N'ihi na a sị [a]na ọdịghị Kraịst
dị, ọdighị Chineke dị; ma ọbụrụ
na ọdighị Chineke di, anyị
adịghị, n'ihi na [b]okike agaraghị
adị. Ma na o nwere otu Chineke
dị, ma ọ bụ ya bụ Kraịst, ma ọ
ga-abịa n'ozuzu oge a kara
aka nke ya.
8 Ma ugbua a na m ede ụfọdụ
okwu nke Aịsaịa, na onye ọbụla
n'ime ndị m ga-ahụ okwu ndị a
ga-ewelite obi ha ma ṅụrịa n'ihi
mmadụ nile. Ugbua ndị a bụ
okwu nile ndị ahụ, ma unu
ga-atụnyere ha nye onwe unu
na nye mmadụ nile.

## ISI 12

*Aịsaịa wee hụ temple nke ụbọchị-ikpeazụ, mkpọkọta nke Israel, na ikpe nke oge Jisus ga-abịa n'ụwa chịa otu puku afọ na udo—Ndị mpako na ajọọ-omume ka a ga-eweda ala n'Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ—Tulee Aịsaịa isi 2. Ihe dika n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

**11** 1*a* 2 Nif. 6:1–10.
*b* 2 Nif. 31:1.
2*a* 3 Nif. 23:1.
*b* NGAN Onye-mgbapụta.
3*a* 2 Nif. 2:3; Jekọb 7:5.
*b* 2 Nif. 27:12; Ita 5:2–4; OznỌd. 5:11.
4*a* 2 Nif. 31:2.
*b* Jekọb 4:5; Jarọm 1:11; Alma 25:15–16; Ita 12:19.
*c* 2 Nif. 5:10.
5*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
6*a* Mosa. 3:15.
7*a* 2 Nif. 2:13.
*b* NGAN Kee, Okike.

OKWU nke [a]Aịsaịa, nwa nwoke
nke Amọz, [b]hụrụ gbasara Juda
na Jerusalem:
2 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ikpe-
azụ nile, mgbe a ga ewulite
[a]ugwu nke [b]ụlọ Onye-nwe n'elu
ugwu nile, ma a ga-ebulite ya
elu karịa [c]ugwụ-nta nile, ma
mba nile ga-ekwobakwute ya.
3 Ma ọtụtụ mmadụ ga-eje
na-asị, Bịanụ, ka anyị gbagoro
n'ugwu nke Onye-nwe, n'ụlọ
nke Chineke nke Jekọb; ma ọ ga
akụziri anyị maka ụzọ ya nile,
ma [a]anyị ga-aga n'ụzọ ya nile;
n'ihi na site na Zaịọn ka [b]iwu
ahụ ga-esi pụta, ma okwu nke
Onye-nwe site na Jerusalem.
4 Ma ọ [a]ga-ekpe ikpe n'etiti
mba nile, ma ọ ga-abara ọtụtụ
mmadụ mba: ma ha ga akụ
mma-agha ha nile n'ime igwe-
eji amari ala, ma igwe-eji amari
ala ha n'ime mma ntakịrị rọrọ
arọ eji ebecha ngalaba osisi—
mba agaghị ebulite mma-agha
megide mba, ọbụghị ma ha ga
amụta ịlụ ọgụ ọzọ.
5 O ụlọ nke Jekọb, bịanụ ka
anyị gaa ije n'ìhè nke Onye-
nwe; e, bịa, n'ihi na unu nile
[a]akpafusịwo, onye ọbụla n'ụzọ
ajọọ-omume ya nile.
6 Ya mere, O Onye-nwe ịrapụ-
wo ndị nke gị, ụlọ nke Jekọb,
n'ihi na ha [a]emejupụtawo mkpa
ha ọzọ site na ọwụwa-anyanwụ,
ma ñaa ntị n'olu ndị ọkọwa-
akara aka dịka ndị [b]Filistịa, ma
[c]ha na-eme onwe ha obi ụtọ n'a-
rụ ụmụ ndị mba ọzọ.
7 Ala ha kwa jupụtara na
ọla-ọcha na ọla-edo, ọbụghị ma
enwere ọgwụgwụ n'ebe akụ
ha nile dị; ala ha jupụtakwara
na ịnyịnya-ibu, ọbụghị ma
enwere ọgwụgwụ dịrị ụgbọ ala
ha nile.
8 Ala ha jupụtakwara [a]n'arụsị
apịrị-apị; ha na-efe ọrụ nke aka
ha, ihe nke mkpịsị-aka ha nile
meworo.
9 Ma onye-na-abụghị ezigbo
mmadụ [a]anaghị erudata ala, ma
nnukwu mmadụ anaghị-enwe
ume-ala, ya mere, agbaghakwa-
rala ya.
10 O unu ndị ajọọ-omume, baa
nụ n'ime nkume, ma [a]zoo onwe
unu n'ime uzuzu, n'ihi na ịtụ
egwu nke Onye-nwe na ebube
nke ịbụ-eze ya ga akụtu unu.
11 Ma ọ ga-eru na olile-anya
mpako nke mmadụ ka a ga-
eweda ala, ma mbụli-elu nke
mmadụ ka a ga-ekpu iru n'ala,

**12** 1*a* Aịsaịa Isi nile nke 2–14 ka e nomiri site na epekele ola bras nile na 2 Nif. 12–24; e nwere ụfọdụ ndi-iche n'okwu mejupụtara ya nke e kwesịrị ịmata.
*b* HIB Khazah, pụtara ọ hụrụ". O pụtara na Aịsaịa natara ozi ya site n'otu ọhụ sitere na - Onye-nwe.
2*a* Joel 3:17. NGAN Zaịọn.
*b* NGAN Temple, Ụlọ nke Onye-nwe.
*c* OznỌd. 49:25.
3*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*b* HIB nkụzi, ma-ọbụ ozizi. NGAN Ozi-ọma.
4*a* 2 Nif. 21:2–9.
5*a* 2 Nif. 28:14; Mosa. 14:6; Alma 5:37.
6*a* NB E jupụtawo, jiri nkụzi nile, ihe nile ndị mba ọzọ kweere dịka ezi-okwu. Abụọma 106:35.
*b* NGAN Ndị Filistịa.
*c* HIB kụkọọ aka, ma-ọbụ mekọọ ọgbụgba-ndụ.
8*a* NGAN Ife Arụsị.
9*a* NB nye Chineke; o na-akpọ isi ala nye arụsị nile n'ọnọdụ ya.
10*a* Alma 12:14.

ma nanị Onye-nwe ka a ga-
ebuli-elu n'ime ụbọchị ahụ.
12 N'ihi na [a]ụbọchị nke Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
na-abịa ọsọ-ọsọ n'elu mba nile,
e, n'elu onye ọbụla; e, n'elu
[b]ndị mpako na ndị na-ebuli
onwe ha elu, na n'elu onye
ọbụla nke e buliri elu, ma a
ga-ewedata ya.
13 E, ma ụbọchị nke Onye-
nwe ga-abịakwasị osisi sida nile
nke Lebanon, n'ihi na ha dị elu
bụrụ ihe ndị ebuliri elu; na n'elu
osisi oak nile nke Bashan.
14 Ma n'elu ugwu-ukwu nile,
na n'elu ugwu-nta nile, ma n'elu
mba nile ndị ebuliworo elu, ma
n'elu ndị mmadụ nile;
15 Ma n'elu ụlọ-elu tọwa nile
dị elu, ma n'elu mgbidi nile
ewuru ewu;
16 Ma n'elu ụgbọ-mmiri nile
nke [a]osimiri, ma n'elu ụgbọ-
mmiri nile nke Tashish, ma
n'elu ihe-ile-anya nile e sere-ese
na-enye mmasị.
17 Ma mbụli-elu nke mmadụ
ka a ga-erudata ala, ma ịkpa
nganga nile nke mmadụ ka a ga-
eme ka ọ dị ala; ma Onye-nwe
nanị ya ka a ga-ebuli elu [a]n'ụbọ-
chị ahụ.
18 Ma arụsị-apịrị-apị nile ahụ
ka ọ ga-akwụsị kpam kpam.
19 Ma ha ga-aga n'ime ọnụ
nke nkume nile ahụ, ma n'ime
ọgba nile dị n'ime ala, n'ihi na
egwu nke Onye-nwe ga-abịa-
kwasị ha, na ebube nke ịchị-eze
ya ga-akụtu ha, mgbe ọ ga-ebili
ịhụsi ụwa ike di-egwụ.
20 N'ụbọchị ahụ mmadụ [a]ga-
atụfu arụsị nile nke ọla-ọcha na
arụsị nile nke ọla-edo, ndị nke
o meworo onwe ya ka ọ na-efe,
nye ụmụ oke na ụmụ ụsụ.
21 Ka ha ga n'ime oghere nile
nke oke nkume nile, na n'ime
elu nile nke mgbawa nkume,
n'ihi na egwu nke Onye-nwe ga-
abịakwasị ha ma ichi-eze nke
otuto ya ga-akụtu ha, mgbe o
ga-ebili ịhụsi ụwa ike dị-egwụ.
22 Si na [a]mmadụ wezuga onwe
gị, onye iku ume ya dị n'oghere
imi ya; n'ihi na n'ime gịnị ka a
ga-agụnye ya?

## ISI 13

*Juda na Jerusalem ka aga-ata ahụhụ n'ihi erubeghị-isi ha — Onye-nwe na-arịọ maka ma na-ekpe ndị ya ikpe — Ụmụada nke Zaịọn ka a bụrụ ọnụ ma taa ha ahụhụ n'ihi ịdabere n'ihe nke ụwa — Tulee Aịsaịa isi 3. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

N'IHI na lee, Onye-nwe, Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha,

12*a* NGAN Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ nke Jisus Kraịst.
*b* Mal. 4:1; 2 Nif. 23:11; OznỌd. 64:24.
16*a* Ntụgharị asụsụ nke Grik (Septuagint) nwere otu akpa okwu nghọta ya na-ezụghị ezu nke Hibru na-enweghị, na nke Hibru nwere otu akpa okwu nghọta ya na-ezughị ezu. Nke Grik na-enweghị; Kama 2 Nif. 12:16 nwere ha abụọ. Abụọma 48:7; Ezik. 27:25.
17*a* NB n'ụbọchị ahụ nke ọbịbịa nke onye-nwe n'otuto.
20*a* HIB tufuo.
22*a* NB Kwụsị idabere na mmadụ nke na-anwụ anwụ, o nwere ntakịrị ike itule ka o siri yie Chineke. Moses 1:10.

na-esi na Jerusalem, si kwa
na Juda, wepu ihe-ndabere
na mkpa-n'aka, ihe-mkpa-n'aka
nile nke nri, na ihe-ndabere
nile nke mmiri —
2 Nwoke ahụ bụ dike, na
nwoke nke agha, onye-ikpe, na
onye-amụma, na onye na-akpa-
chapụ anya, na onye ichie;
3 Ọchị-agha nye-isi nke iri-ndị-
agha-ise, na nwoke a na enye-
nsọpụrụ, na onye-ndụmọdụ,
na onye-nka-aghụghọ, na onye
okwu-okwu ire nkọ.
4 Ma a ga m enye ha ụmụ ka ha
bụrụ ụmụ-eze hạ, ma ụmụaka
ga-achị ha.
5 Ma a ga-achị ndị ahụ ọchịchị
aka ike, onye ọbụla megide ibe
ya na onye ọbụla megide agbata
obi ya; nwata ga-ebuli onwe ya
elu na mpako megide ichie, ma
onye-eledara anya megide onye
a na-asọpụrụ.
6 Mgbe otu onye ga-ejide
nwanne ya nke ụlọ nna ya, ma
wee sị: I nwere uwe, bụrụ onye-
ọchịchị anyị, ma e kwela ka
[a]mbibi a bịa n'okpuru aka gị —
7 N'ime ụbọchị ahụ ka ọ ga-
añụ iyi, sị: A gaghị m abụ
[a]onye-ọgwọ-ọrịa; n'ihi na n'ime
ụlọ m ọdịghị ihe oriri ma-ọbụ
ihe oyiyi dị ya; emela m onye-
ọchịchị nke ndị ahụ.
8 N'ihi na e [a]bibiwo Jerusalem,
ma Juda [b]adawo, n'ihi na ire ha
na omume ha nile na-emegide
Onye-nwe, ịkpasu anya abụọ
nke otuto ya.
9 Ngosi mbara iru ha na-agba
aka-ebe megide ha, ma na-ego-
sipụta mmehie ha ka ọ dị, ọbụna
dịka [a]Sọdọm, ma ha agaghị enwe
ike izo ya. Ahụhụ na-adịrị
mkpụrụ-obi ha nile, n'ihi na
ha ejiwo ihe ọjọọ kwụọ onwe
ha ụgwọ!
10 Gwa ndị ezi-omume na ọ
[a]ga-adịrị ha mma; n'ihi na ha
ga-eri mkpụrụ nke sitere n'o-
mume ha.
11 Ahụhụ na-adịrị ndị ajọọ-
omume, n'ihi na ha ga-ala-n'iyi;
n'ihi na ụgwọ ọrụ nke aka ha
nile ga-adịkwasị ha!
12 Ma ndị m, ụmụ-ntakịrị bụ
ndị na-achị ha ọchịchị aka ike,
ma ndịnyom na-achị ha. O ndị
m, ndị [a]na-achị unu na-eme ka
unu mee mmehie ma bibie ụzọ
nke okporo-ụzọ unu nile.
13 Onye-nwe na-eguzọro ọtọ
[a]na-rịọ arịrịọ, ma na-eguzọro
ikpe ndị nile ikpe.
14 Onye-nwe ga-aba n'ikpe,
ya na ndị ichie nile nke ndị ya
na [a]ụmụ ndị eze nile nọ n'ime
ha; n'ihi na unu [b]erichapụwo
[c]ubi vine na [d]ngwo-ngwo nke
[e]ndị ogbenye nọ n'ime ụlọ unu.
15 Gịnị ka unu zubere? Unu
pịarisịrị ndị m, ma gwepiasịa
iru nile nke ndị ogbenye, ka
Onye-nwe Chineke nke usuu
nile nke ndị-agha kwuru.

**13** 6*a* Aisa. 3:6.
7*a* HIB onye na-ekechi (nke ọnya), nke bụ apụghị m igbo mkpa gị nile.
8*a* Jer. 9:11.
*b* Abụak. 1:3.
9*a* Jen. 19:1, 4–7, 24–25. NGAN Mmekọrịta Nwoke na Nwoke, na Nwanyị na Nwanyị.
10*a* Deut. 12:28.
12*a* Aisa. 9:16.
13*a* HIB dọọ ndọrọ ndọrọ. Maịka 6:2; OznỌd. 45:3–5.
14*a* HIB ndị ọchịchị, ma-ọbụ ndị-ndu.
*b* HIB repịara, ma-ọbụ rere ọkụ.
*c* Aisa. 5:7.
*d* NB jihiere uru.
*e* 2 Nif. 28:12–13.

16 Nke ka nke, Onye-nwe
sịrị: N'ihi na ụmụ-ada nke
Zaịọn bụ ndị mpako, na-aga ije
site n'iseti olu esite na anya
nrafu, na-eje [a]na-arọ-mma ka
ha na-aga, na-eme ka ụkwụ ha
na-ada ụda—
17 Ya mere, Onye-nwe ga-eme
ka ọkọ isi bịakwasị ụmụ-ada
nile nke Zaịọn, ma Onye-nwe
ga [a]achọpụta ebe nzuzo ha nile.
18 N'ime ụbọchị ahụ Onye-
nwe ga-ewepụ ịkpa-ike nke ọla
ha nile na-ada ụda, na [a]ihe-ịchọ
mma isi nile na [b]ihe-isi gburu
gburu dịka ọnwa:
19 Ihe nkwụnye nile na ọla-aka
nile, na [a]akwa mkpuchi olu nile;
20 Okpu nile a chọrọ mma, na
ọla-ụkwụ nile, na eriri-isi nile,
na mkpọ ihe isi-ọma nile, na
ihe-ntị nile;
21 Ọla-aka nile, na ọla mkwụ-
n'imi nile;
22 [a]Uwe mgbanwe nke emu-
me nile, na uwe mwụda nile, na
akwa mgbokwasị nile, na ntakịrị
ihe ijide isi;
23 [a]Enyo nile, na ọmarịcha
akwa-linen nile, na ihe mkpu-
chi-isi na olu nile, na akwa
mgbochi nile.
24 Ma ọ ga-eru, n'ọnọdụ isi
ụtọ a ga-enwe isi ihe ire ure;
ma n'ọnọdụ ịhenjisi ukwu ike,
[a]ndọwa; ma n'ọnọdụ agịrị-
isi edoziri-edozi, nkwọchasị-isi;
n'ọnọdụ [b]akwa ọma akpara-
akpa, ihe-okike nke akwa-mkpe;
[c]ire ọkụ n'ọnọdụ ịma mma.
25 Ndịkom gị ga-ada site na
mma-agha, ma ndị bụ dike,
n'ime agha.
26 Ma ọnụ-ụzọ ama ya nile
ga-akwa akwa arịrị ma ruo uju
ma ọ ga atọgbọrọ n'efu, ma ọ
ga-anọdụ n'elu ala ahụ.

## ISI 14

*Zaịọn na ụmụada ya ka a ga-agba-
pụta ma sachaa ha n'ụbọchị ndị
ahụ Jisus ga-achị otu puku afọ—
Tulee Aịsaịa isi 4. Ihe dịka n'afọ
559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma n'ụbọchị ahụ, ndịnyom asaa
ga-ejide otu nwoke, sị: Anyị
ga-eri nri nke aka anyị, ma yiri
uwe nke aka anyị; nanị kwe ka
akpọkwasị anyị aha gị ka ewepụ
[a]ịta-ụta anyị.
2 N'ụbọchị ahụ ka [a]ngalaba nke
Onye-nwe ga-ama mma nwee
otuto; mkpụrụ nke ụwa ga-adị
ezi mma ma kwesị ekwesị nye
ha bụ ndị si n'Israel gbapụ.
3 Ma ọ ga-eru, ndị nile fọdụrụ
na Zaịọn ma nọgide na Jerusa-
lem a ga-akpọ ha ndị dị nsọ,

16*a* NB ije ije jiri mkpirisi nzọ-ụkwụ ọsọ ọsọ, ọsọ ọsọ na omume na-esiteghị n'ụdị okike.
17*a* HIB gjebe oghe; akpala-okwu pụtara "tinye ha na ihere."
18*a* O kwere omume ịbụ ọjọgọrọ ntụtụ isi. Ndị ji ikike nile anaghi ekwekọrịta oge nile banyere ụdị ihe ịchọ mma nile nke ndịnyom e depụtara n'ama-okwu nke 18–23.
*b* NB ihe ịchọ-mma nile e doziri dịka gburu gburu nke ọnwa ọhụrụ.
19*a* HIB akwa mkpuchi nile.
22*a* HIB uwe nile na-achake achake.
23*a* M-Ọ uwe nile e si na ha elefe anya.
24*a* HIB nkịrịka akwa nile.
*b* M-Ọ otu uwe mwụda.
*c* M-Ọ apa igwe dị ọkụ (otu akara nke ịbụ órù).
**14** 1*a* NB ihe iriba-ama nke a lụghị alụlụ na a mụghị nwa.
2*a* Aisa. 60:21; 2 Nif. 3:5; Jekọb 2:25.

onye ọbụla edebara n’etiti ndị
dị ndụ na Jerusalem—
4 [a]Mgbe Onye-nwe [b]ga-asa-
chapuwọrịị unyi nke ụmụada
Zaịọn, ma ga-emechapụwọrịị
ọbara nke Jerusalem site n’etiti
ya site na mụọ nke ikpe-ikpe na
site na mụọ nke [c]nrechapụ.
5 Ma Onye-nwe ga-ekepụta
n’elu ebe obibi nile nke ugwu
Zaịọn, na n’elu ọgbakọ ya
nile, [a]igwe ojii na anwụrụ ọkụ
n’ehihie na mmụke nke ọkụ
na-ere ere n’abalị; n’ihi na n’elu
ebube nile nke Zaịọn ka nchebe
ga-adị.
6 Ma a ga-enwe ebe obibi ga-
abụ ndo n’ehihie maka okpom
ọkụ, ma maka ebe [a]mgbaba, na
ebe nchebe maka ebili mmiri
na maka mmiri ozuzo.

## ISI 15

*Ubi vine Onye-nwe ahụ (Israel) ga-atọgbọrọ n’efu, ma ndị ya ka a ga-ekposasị—Ọtụtụ ahụhụ ga-abịakwasị ha n’ime ngọnarị-okwukwe na ọnọdụ mkposasị ha—Onye-nwe ga-ewelite ọkọlọtọ ma chịkọta Israel—Tulee Aịsaịa isi 5. Ihe dịka n’afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MA mgbe ahụ ka m ga-abụrụ
onye m hụrụ n’anya ezi [a]abụ
nke onye m hụrụ n’anya, metụ-
ta ubi-vine ya. Onye m hụrụ
n’anya ezie nwere ubi-vine n’ime
ugwu na-amị ezi mkpụrụ.
2 Ma ọ gbara ya ogige, ma
chịkọpụtachaa okwute nile dị
ya, ma kụọ [a]osisi vine ndị dị
ya mma, ma wuo ụlọ-elu tọwa
n’etiti ya, ma mee kwa ebe
ịpịpụta mmanya n’ime ya; ma o
lee anya na ọ ga-amịta mkpụrụ-
vine, ma ọ mịtara mkpụrụ-
vine ọhịa.
3 Ma ugbua, O unu ndị bi na
Jerusalem, na ndị nke Juda, kpee
nụ ikpe, arịọ m unu, n’etiti mụ
na ubi-vine m.
4 Gịnị ka e kwesịkwara ime
ọzọ n’ubi-vine m nke m na-eme-
beghi n’ime ya? Ya mere, mgbe
m tụworo anya na ọ ga-ewepụ-
ta mkpụrụ-vine, o wepụtara
mkpụrụ-vine ọhịa.
5 Ma ugbua, gaanụ, a ga m
agwa unu ihe m ga-eme ubi-
vine m—[a]a ga m ewepụ ogige
ya, ma a ga-erichapụ ya; ma
a ga m etịkpọ mgbidi ya, ma ọ
ga-abụ ebe azọdara ala;
6 Ma a ga m ebibi ya; a gaghị
akwacha ma-ọbụ gwuo ya, ma
[a]ogwu na uke ga-epupụta; a
ga kwa m enye igwe ojii nile iwu
ka ha ghara [b]izokwasị ya mmiri.
7 N’ihi na [a]ubi vine nke Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
bụ ụlọ nke Israel, ndịkom nke
Juda bụ ihe ọkụkụ nke na-atọ ya
ụtọ nke ukwuu; ma o lere anya
[b]ikpe-zịrị-ezi, ma lee, ọchịchị-

4*a* NB mgbe Onye-nwe mewororị ụwa ka ọ dị ọcha.
*b* NGAN Nsacha nile, Sachaa, Sachara.
*c* Mal. 3:2–3; 4:1.
5*a* Ọpụ. 13:21.
6*a* Aisa. 25:4; OznỌd. 115:6.
**15** 1*a* NB mgbe onye-amuma na-edekọta otu ukwe ma-ọbụ abụ akụkọ-ilu nke otu ubi vine, na-egosi ebere Chineke na e nweghị nzaghachi nke Israel.
2*a* Jer. 2:21.
5*a* Abụọma 80:12.
6*a* Aisa. 7:23; 32:13.
*b* Jer. 3:3.
7*a* NGAN Ubi Vine nke Onye-nwe.
*b* M-Ọ ikpe-ziri-ezi.

aka-ike; n'ọnọdụ ezi-omume,
ma lee, iti mkpu akwa.
8 Ahụhụ na-adịrị ha bụ ndị na
ejikọta [a]ụlọ na ụlọ, ruo mgbe
n'onwekwaghị ebe ga-adị, na a
ga-etinye [b]nanị ha n'etiti ala ahụ!
9 Na ntị nke m, otu a ka Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru, n'ezie ọtụtụ ụlọ ga atọ-
gbọrọ n'efu, ma ọtụtụ nnukwu
obodo-ukwu agaghị enwe ndị
bi n'ime ha.
10 E, oke ala eka iri nke ubi-vine
ga amịpụta otu [a]abọ, ma mkpụ-
rụ-osisi nke họma ga amịpụta
otu efa.
11 Ahụhụ na-adịrị ha bụ ndị
na-ebili ọtọ n'isi ụtụtụ, ka ha wee
[a]gbaso ihe ọñụñụ siri ike, ndị na-
aga n'iru ruo abalị, ma [b]mma-
nya wee nwuo ha ọkụ n'arụ!
12 Ma ụbọ akwara, na une, na
egwụ otiti na ọja na mmanya
dị n'ihe ọgbakọ-oriri ha nile;
mana [a]ha anaghị echeta ọrụ nke
Onye-nwe, ọbụghị ma ha na
atule ọrụ nke aka Ya abụọ.
13 Ya mere, ndị m agawo n'ime
ndọkpụ n'agha, n'ihi na ha
enweghị [a]mmụta; ma ndị-ana-
enye-nsọpụrụ n'ime ha, akpịrị
akpọwo ha nkụ, ma igwe mma-
dụ ha akpọwo nkụ na-enweghị
ihe ọñụñụ.
14 Ya mere, ala-mụọ asawo
mbara, ma meghee ọnụ ya otu
na-enweghị atụ; ma otuto ha, na
igwe ha, na ihe ngosi ha, ma
onye nke na-añụrị ọñụ, ga arịda
n'ime ya.
15 Ma nwoke na-abụghị ezigbo
mmadụ ka a ga-eweda ala, ma
onye bụ dike ka a ga-ewedata,
ma anya nke ndị na-eweli onwe
ha elu ka a ga-ewedata ala.
16 Mana Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha ka a ga-ebuli
elu [a]n'ikpe, ma Chineke nke
dị nsọ ka a ga-asacha n'ezi-
omume.
17 Mgbe ahụ ka ụmụ atụrụ
ga-eri ihe n'ụdị nke ha, ma ebe
bibiworo ebibi nke ndị buru ibu
ka ndị ọbịa ga-eri.
18 Ahụhụ na-adịri ha bụ ndị
na-adọkpụrụ ajọọ-omume n'e-
riri nke [a]ihe-efu, ma na-emehie
[b]dịka eriri e ji adọkpụ ụgbọ-ala;
19 Ndị na-asị: Ka, o [a]mee ngwa
ngwa, rụọ ọrụ ya ọsọ-ọsọ, ka
anyị [b]hụ ya; ma ka ndụmọdụ
nke Onye-Nsọ nke Israel rute
nso ma bịa, ka anyị mata ya.
20 Ahụhụ na-adịrị ha bụ ndị
[a]na-akpọ ihe ọjọọ ihe ọma, na
ihe ọma ihe ọjọọ, ndị na-etinye
[b]ọchịchịrị n'ọnọdụ ìhè, na ìhè
n'ọnọdụ ọchịchịrị, ndị n'etinye
ihe ilu n'ọnọdụ ihe ụtọ, na ihe
ụtọ n'ọnọdụ ihe ilu!
21 Ahụhụ na-adịrị [a]ndị maara
ihe n'anya nke onwe ha na ndị

8*a* Maịka 2:1–2.
*b* NB I hapụ ka nanị ya biri. Ndị ọgaranya ahụ nwere ala na-ewekọrọ ubi nile nke ndị ogbenye.
10*a* Ezik. 45:10–11.
11*a* Ilu 23:30–32.
*b* NGAN Okwu nke Amamihe.
12*a* Abụọma 28:5.
13*a* Hosea 4:6.
NGAN Mmata-ihe.
16*a* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.
18*a* NGAN Efu, Ihe-efu.
*b* NB E kegidere ha ha nye mmehie ha nile dịka anụmanụ nile nye ibu ha nile.
19*a* Jer. 17:15.
*b* NB Ha agaghị ekwere na Mesaịa ahụ ruo mgbe ha hụrụ ya anya.
20*a* Moro. 7:14, 18; OznỌd. 64:16; 121:16.
*b* 1 Jọn 1:6.
21*a* Ilu 3:5–7; 2 Nif. 28:15.

na-akpachapụ-anya n'olile-anya nke onwe ha!
22 Ahụhụ na-adịrị ndị dị ike n'ịñụ mmanya, na ndịkom nwere ume n'ịgwakọta mmanya ndị siri ike.
23 Ndị na-agụ ndị ajọọ-omume ka ndị ziri-ezi maka nketa uru, ma [a]wezuga-agwa ezi-omume nke onye ezi-omume site n'arụ ya!
24 Ya mere, dịka [a]ọkụ sị ere-chapụ [b]ahihịa-kpọrọ-nkụ, na ire ọkụ na-erichapụ [c]afụrụ, mgbọrọgwụ ha ga-abụ ire ure, ma ifuru ha ga-alali elu dịka uzuzu; n'ihi na ha atụfuwo iwu nke Onye-nwe nke usuu nile nke ndị-agha, ma [d]lelịa okwu nke Onye-Nsọ nke Israel.
25 Ya mere, [a]iwe nke Onye-nwe wee dị ọkụ megide ndị ya, ma o setịpụwo aka Ya megide ha, ma tiwo ha ihe; ma ugwu nile mara jijiji, ma ozu ha nile ka adọkasịrị n'etiti ụzọ nile. N'ihi ihe nile ndị a iwe ya atụgharịghị, kama aka ya ka ọ ka setịpụtara.
26 Ma ọ ga-ewelite [a]ọkọlọtọ Ya elu nye mba nile site n'ebe dị anya, ma ọ ga-eji [b]opi-ọnụ kpọkọta ha site n'ebe ụwa sọtụrụ; ma lee, ha ga-eji ike [c]bịa ọsọ-ọsọ; ọdịghị onye ike ga-agwụ ma-ọbụ kpọbie-ụkwụ n'etiti ha.
27 Ọdịghị onye ga-ero ụra ma-ọbụ rahụ ụra; ọbụghị ma ihe njisi-ukwu ha ike ọ ga-atọpụ, ma-ọbụ eriri akpụkpọ-ụkwụ ha ọ ga-adọbi;
28 Ndị akụ ha nile ga-adị nkọ, ma ụta ha nile ga-arọzi, ma ụkwụ ịnyịnya ibu ha nile ka a ga-agụnye dịka okwute, ma ụkwụ igwe ugbọ-ala ha nile ga-efegharị n'ike n'ike dịka oke ifufe, mbigbọ ha ga-adị ka nke ọdụm.
29 Ha ga-ebigbọ dịka ụmụ [a]ọdụm; e, ha ga-ebigbọ, ma jide anụ-ịkpa-nri ha, ma ha ga-eburu ha laa n'enweghị nsogbu, ma ọdịghị onye ga-anapụta.
30 Ma n'ụbọchị ahụ ha ga-ebigbọ megide ha dịka mbigbọ nke oke osimiri; ma ọbụrụ na ha lee anya n'ala, lee, ọchịchịrị na iru uju, ma ìhè ahụ ga-agba ojii n'elu-igwe nile ebe ahụ.

## ISI 16

*Aịsaịa wee hụ Onye-nwe—Mmehie nile nke Aịsaịa ka agbagharawo-ro—A kpọrọ ya ka o buo amụma—O buru amụma maka ọjụjụ nke ndị Juu jụrụ ozizi nile nke Kraịst—Ụfọdụ ga-alaghachị. Tulee Aịsaịa isi 6. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

[a]N'afọ nke eze Uzaịa nwụrụ, a hụkwara m Onye-nwe ka ọ

23*a* NB napu ya ihe nile ruru ya n'iwu.
24*a* Obad. 1:18; Mal. 4:1–2; 2 Nif. 20:17.
*b* Joel 2:5; 1 Nif. 22:15, 23; 2 Nif. 26:4, 6; OznỌd. 64:23–24; 133:64.
*c* Luk 3:17; Mosa. 7:29–31.
*d* 2 Sam. 12:7–9.
25*a* OznỌd. 63:32; Moses 6:27.
26*a* NGAN Ọkọlọtọ.
*b* M-Ọ opi onu mkporohihi, nke bụ ihe iriba ama mkpọkọta ahụ. Aisa. 7:18; 2 Nif. 29:2.
*c* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
29*a* 3 Nif. 21:12–13.
**16** 1*a* NB ihe dika 750 tutu a mụọ Kraịst.

nọ-ọdụ n'oche-eze, dị elu nke
ewelitere elu, ma [b]uwe-mwụda
ya jupụtara temple ahụ.
2 N'elu ya ka [a]ndị serafịm
guzoro; nke ọbụla nwere nku
isii; abụọ ka o jiri kpuchie iru ya,
ma abụọ ka o jiri kpuchie ụkwụ
ya, ma abụọ ka o ji na-efe efe.
3 Ma otu wee tikuo ibe ya, ma
si: Nsọ, nsọ, nsọ, ka Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha dị;
elu ụwa nile jupụtara n'ebube ya.
4 Ma [a]okporo nile nke ọnụ-ụzọ
mere mkpọtụ mgbe ha nụrụ ọlụ
onye ahụ na-akpọ oku, ma ime
ụlọ ahụ jupụtara n'anwụrụ ọkụ.
5 Mgbe ahụ a sịrị m: Ahụhụ
na-adịrị m! n'ihi na [a]alawo m
n'iyi; n'ihi na a bụ m onye
egbụgbere-ọnụ ya nile na-adị-
ghị ọcha; ma a na m ebinyekwa-
ra ndị egbụgbere-ọnụ ha nile na-
adịghị ọcha; n'ihi na anya m
abụọ ahụwo Eze ahụ, bụ Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha.
6 Mgbe ahụ otu n'ime ndị se-
rafịm ahụ wee fekwute m, jide
[a]icheku na-enwu ọkụ n'aka ya,
nke o ji mkpa wepụta site n'ebe
nchụ-aja;
7 Ma ọ tụkwasị ya n'elu ọnụ
m, ma sị: Lee, nke a emetụwo
egbụgbere ọnụ gị nile; ma [a]ajọọ
omume gị ka ebupụworo, ma
mmehie gị ka asachaworo.
8 Ọzọ a nụrụ m olu nke Onye-
nwe, ka ọ na-asị: Onye ka m ga-
eziga, ma onye ga-ejere anyị?
Mgbe ahụ asịrị m: N'ebe a ka m
nọ; ziga m.
9 Ma o wee sị: Gaa ma gwa ndị
a — Nụrụ nụ n'ezie, mana ha
aghọtaghị; ma hụnụ n'ezie, ma
ha ahụghị.
10 Mee ka obi ndị a buo ibu,
ma mee ka ntị ha nile dị arụ, ma
mechie anya ha nile — ka ha
ghara iji anya ha hụ ụzọ, ma jịrị
ntị ha nile [a]nụ ihe, ma jịrị obi ha
ghọta ihe, ma bụrụ ndị agba-
nwere ma mee ka a gwọọ ha.
11 Mgbe ahụ asịrị m: Onye-
nwe, ruo ole mgbe? Ma o wee si:
Ruo mgbe obodo-ukwu nile
ga-abụ ihe e bibiri na-enweghị
onye bi n'ime ha, ma ụlọ nile
na-enweghị mmadụ, ma ala ahụ
wee bụrụ ihe tọgbọrọ n'efu;
12 Ma Onye-nwe [a]ewepụsịwo
onye ọbụla ebe dị anya, n'ihi na
a ga-enwe nnukwu ebe ahapụrụ
ahapụ n'etiti ala ahụ.
13 Ma na a ga-enwe otu ụzọ
n'ụzọ iri, ma ha ga-alaghachị,
ma a ga-eri ha, dịka osisi teil na
osisi oak, ndị nke ndụ na-adị
n'ime ha mgbe ha gbụsịrị akwụ-
kwọ ha; ya mere mkpụrụ-osisi
nsọ ga-abụ [a]ihe dị n'ime ya.

## ISI 17

*Ifrem na Sịria busoro Juda agha — Kraịst ka a ga amụta site n'afọ nwa-agbọghọ-na-amaghị-nwoke —*

1*b* NB isiakwa ya, ma-ọbụ nke uwe ala ala ya.
2*a* NGAN Cherubim.
4*a* HIB nto-ala nile nke ọnụ-ụzọ nile mara jijiji.
5*a* HIB bepụ; n.b. uche zuru oke o nwetara maka mmehie ya nile na nke ndi ya gweriri ya.
6*a* NB otu akara nke ime ka ọ dị ọcha.
7*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
10*a* Mat. 13:14–15.
12*a* 2 Ndez. 17:18, 20.
13*a* NB Dika otu osisi, na-agbanyeghi na-agbasasiri akwụkwọ ya nile, ndụ na ike ịmịpụta mkpụrụ ka fọdụrụ n'ime ya.

*Tulee Aịsaịa isi 7. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na n'ụbọchị nile
nke Ahaz nwa nke Jotam, nwa
nke Uzaịa, eze ndị Juda, ka
Rizịn, eze ndị Siria, na Pika nwa
nke Remalaịa, eze ndị Israel,
galitere chee iru na Jerusalem
ibuso ya agha, ma onweghị ike
imeri ya.
2 Ma a gwara ya ụlọ nke Devid,
na-asị: Siria ejikọtawo ndị-agha
ya na [a]Ifrem. Ma o metụrụ ya
n'obi, ma obi nke ndị ya, dịka
oke ifufe siri na-emetu osisi nile
nke oke ọhịa.
3 Mgbe ahụ ka Onye-nwe gwa-
ra Aịsaịa: Gaa ugbua izute Ahaz,
gị na [a]Sheajashub nwa gị, na
nsọtụ nke olulu-mmiri nke elu-
elu ọdọ-mmiri di n'okporo ụzọ
nke ama onye-mmezi akwa,
4 Ma sị ya: Lezie anya, ma nọrọ
[a]jụụ; atụla egwụ, ọbụghị ma
obi gị ọ ga-ada mba n'ihi ọdụdụ
abụọ ndị a nke ọlọkọ ọkụ na-
akwụ anwụrụ ọkụ nile, n'ihi
iwe dị ọkụ nke Rizịn na Sịria,
na nke nwa Remalaịa.
5 N'ihi na Sịria, Ifrem, na nwa
nke Remalaịa, anatawo ndụmọ-
dụ ọjọọ imegide gị, na-asị:
6 Ka anyị rigo megide Juda ma
kpasuo ya iwe, ma [a]ka anyị ke-
waara ya onwe anyị ma debe
eze n'etiti ya, e, nwa nke Tabeel.
7 Otu a ka Onye-nwe Chineke
kwuru: Ọ gaghị eguzo, ọbụghị
ma ọ ga-eru.
8 N'ihi na isi Sịria bụ Damas-
kọs, ma isi Damaskọs, Rizịn; ma
n'ime iri afọ isii na ise ka a ga
ekewa Ifrem ka ọ ghara ịbụ ndị
ọbụla.
9 Ma isi nke Ifrem bụ Sameria,
ma isi nke Sameria bụ nwa
Remalaịa. Ọbụrụ na [a]unu aga-
ghị ekwe n'ezie agaghị eme ka
unu kwụsie ike.
10 Nke ka nke, Onye-nwe gwa-
kwara Ahaz ọkwụ ọzọ na-asị:
11 Rịọnụ [a]ihe-ịrịba ama n'aka
Onye-nwe Chineke unu; rịọ ya
ma-ọbụ n'ime omimi nile, ma-
ọbụ n'ebe dị elu n'elu.
12 Ma na Ahaz wee sị: A gaghị
m arịọ, ọbụghị ma m [a]ga-anwa
Onye-nwe.
13 Ma o wee si: Nụrụnụ ugbua,
O ụlọ David; ọ bụ ihe ntakịrị
na unu na-abụrụ mmadụ ike
ọgwụgwụ, ma na unu ga-abu-
kwara Chineke m ike ọgwụgwụ?
14 Ya mere, Onye-nwe n'onwe
ya ga-enye unu ihe iriba-ama —
Lee, [a]nwa-agbọghọ na-amaghị-
nwoke ga-atụrụ ime, ma ọ ga
amụta nwa nwoke, ma ọ ga-
akpọ aha ya [b]Immanuel.
15 Bọta na mmanụ-añụ ka ọ
ga-eri, ka o wee mata i jụ ihe
ọjọọ na ka ọ họrọ ihe ọma.
16 N'ihi na tutu [a]nwata ahụ
amata ịjụ ihe ọjọọ na ịhọrọ ihe
ọma, ala nke a Ị kpọrọ-asị

**17** 2*a* NB Mpaghara elu elu Israel dum ka a kpọrọ na aha Ifrem, agbụrụ elu elu nke nọ n'isi.
3*a* HIB ndị ahụ fọdụrụ ga-alọta.
4*a* NB Ka mbuso agha ahụ ghara ịtụ gị egwu; ndị eze abụọ ahụ nwere ntakịrị ọkụ fọdụrụ.
6*a* HIB kewasịa ya.
9*a* 2 Ihem. 20:20.
11*a* NGAN Iriba-ama.
12*a* NB lee ule, nwale, ma-ọbụ gosi.
14*a* NGAN Nwa Agbọghọ Na-amaghị Nwoke.
*b* HIB Anyị ka Chineke nọnyeere. NGAN Immanuel.
16*a* 2 Nif. 18:4.

ga-abụ ihe [b]ndị eze ya abụọ
hapụworo.
17 Onye-nwe [a]ga-ewetakwasịrị
gị, na wetakwasị ndị gị, na
wetakwasị ụlọ nna gị, ụbọchị
ndị na-abịabeghị site n'ụbọchị
nke [b]Ifrem hapụrụ Juda, eze nke
Asịria.
18 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ na
Onye-nwe ga-eji [a]opi-ọnụ kpọ-
kọta ijiji site n'ebe ala Ijipt sọ-
tụrụ, ma añụ site n'ala nke
Asịria.
19 Ma ha ga-abịa, ma ọ ga-eme
ka ha nile bekwasịrị na ndagwu-
rugwu nile tọgbọrọ n'efu, na
n'ime oghere nke okwute nile,
na n'elu ogwu nile, na n'elu
ahihịa nile.
20 N'ime otu ụbọchị ahụ ka
Onye-nwe ga-eji mma agụba
egotara egota, site n'aka ndị
ofe osimiri, site n'aka [a]eze nke
Asịria, [b]kpuchaa isi, na ajị-
ụkwụ; ma ọ ga-erichapụ kwa
àhụ̀-ọnụ ahụ.
21 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ,
na otu onye ga [a]azụ otu ehi na
atụrụ abụọ.
22 Ma ọ ga-eru, n'ọnọdụ uju
mmiri-ara-ehi ha ga-enye, o
ga-eri bọta; n'ihi na bọta na
mmanụ-añụ ka mmadụ nile
ga-eri bụ ndị fọdụrụ n'ala ahụ.
23 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ,
ebe nile ga abụ, ebe e nwere
otu puku osisi-vine, ọnụ ahịa
ya ruru otu puku [a]ọla-ọcha,
bụ ndị ga-adịrị uke nile na
ogwu nile.
24 Akụ na ụta ka ndị mmadụ
ga-eji bịaruo n'ebe ahụ, n'ihi na
ala nile ahụ ga-aghọ uke nile
na ogwu nile.
25 Ma ugwu nile nke a ga-eji
igwe gwuo, ọ dịghị egwu ọbụla
ga-adị nso n'ebe ahụ n'ihi uke
na ogwu; mana ọ ga-abụ maka
iziga oke ehi, na maka ịzọ ụkwụ
nke [a]ehị-nta ndị ọzọ.

## ISI 18

*Kraịst ga-adị ka otu okwute nke nkpọbi ụkwụ na nke otu nkume nkpasu-iwe — Chọọ Onye-nwe, ọbụghị ndị amụsu n'enyo-enyo — Lekwasị iwu ahụ na ama ahụ anya maka ndụzi. — Tulee Aịsaịa isi 8. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

NKE ka nke, okwu nke Onye-
nwe sịrị m: Were nnukwu mba-
damba akwụkwọ, ma jiri mkpịsị
nwoke ji ede ihe dee n'ime ya,
gbasara [a]Maha-shalal-hash-baz.
2 Ma a kpọrọ m [a]ndị-aka-ebe
kwesịrị-ntụkwasị-obi ka ha de-
kọọ, Ụraịa bụ onye nchụ-aja na
Zekaraịa nwa Jeberekaịa.
3 Ma e jekwuru m [a]onye-amụ-
ma-nwanyị ahụ; ma o tụrụ ime
ma mụta nwa nwoke. Mgbe
ahụ Onye-nwe sịrị m: Kpọọ aha
ya, Maha-shalal-hash-baz.

16*b* 2 Ndez. 15:30; 16:9.
17*a* 2 Ihem. 28:19–21.
*b* 1 Ndez. 12:16–19.
18*a* M-Ọ mkporohihi; nke bụ ihe iriba ama, kpọọ. Aisa. 5:26.
20*a* 2 Ndez. 16:5–9.
*b* NB Ala ahụ ka ndị mbakpo n'agha ofesị ga-ebelata ndị mmadụ jupụtara na ya.
21*a* NB Nani ole na ole jidere onwe ha dị ndụ ga-afọdụ.
23*a* M-Ọ mpekere nile nke ọla-ọcha.
25*a* HIB atụrụ ma-ọbụ ewu nile.
**18** 1*a* NB mbibi di nso.
2*a* NGAN Aka-ebe.
3*a* NB nwunye ya.

4 N'ihi na lee, [a]nwa ahụ [b]aga-
ghị ama ihe ibeakwa, Nna m,
na nne m, tutu akụ na ụba
Damaskọs na [c]ibu Sameria
akwatara n'agha ga-abụ ihe
ewepụru n'ịrụ eze Asịria.
5 Onye-nwe gwara m okwu
ọzọ na-asị:
6 Ebe ọbụ na ndị a na-ajụ
mmiri nile nke [a]Shiloah na-aga
nwayọ, ma ñụrịa ọñụ n'ime
[b]Rizịn na nwa nwoke Remalaịa;
7 Ugbua ya mere, Lee, Onye-
nwe na-ewelite mmiri nile nke
osimiri ahụ ka ọ bịakwasị [a]ha,
nke siri ike dị kwa ọtụtụ, ọbụna
eze nke Asịria na ebube ya nile;
ma ọ ga-arịgota n'elu ebe mmiri
ahụ nile si eru, ma gafee nsọtụ
ya nile.
8 Ma ọ ga [a]agafe site na Juda;
ọ ga-ejubiga oke ma gafee, ọ
ga-eru ọbụna ruo n'olu: ma
ịgbasapụ nku ya ga ejupụta
mbara ala gị, O [b]Immanuel.
9 [a]Jikọọ nụ onwe unu ọnụ, O
unu ndị mmadụ, ma a ga-agbaji
unu na mpekere mpekere; ma
gee ntị unu nile ndị mba dị
anya; kekọta nụ onwe unu, ma
a ga-agbajisị unu na mpekere
mpekere; kekọta nu onwe unu,
ma a ga-agbajisị unu na mpeke-
re-mpekere.
10 Dụrịtanụ onwe unu ọdụ, ma
ọ ga-abịa n'ihe efu, kwuo okwu
ahụ, ma ọ gaghị egụzọ; [a]n'ihi na
Chineke nọnyere anyị.
11 N'ihi na Onye-nwe gwara m
otu a n'aka dị ike, ma kuziere m
ka m ghara ịga n'ụzọ ndị nke a,
na-asị:
12 Unu asịla, [a]Nchịkọta ọnụ,
nye ndị nile nke ndị a ga-asị,
Nchịkọta ọnụ, ọbụghị ma unu
ga-atụ egwụ ihe ha na-atụ egwụ,
ma-ọbụ tụọ egwụ.
13 Doo nụ Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha nsọ n'onwe
ya, ka ọ bụrụ onye unu ga [a]atụ
egwụ, ka ọ bụrụ onye unu na-
atụ oke egwụ.
14 Ma ọ ga-abụ [a]ebe mgbaba
dị nsọ; ma na ka ọ bụrụ [b]okwute
mkpọbe ụkwụ na oke nkume
nke mkpasu-iwe nye ụlọ Israel
ahụ nile, ọ ga-abụ igbudu na
ọnya nye ndị bi na Jerusalem.
15 Ma ọtụtụ n'etiti ha [a]ga-
akpobe ụkwụ daa n'ala, ma
gbajisịa, ma ma n'ọnya, e wee
jide ha.
16 Kechie ihe ịgba-ama ahụ,
rachie [a]iwu ahụ n'etiti ndị na-eso
ụzọ m nile.
17 Ma a ga m echere Onye-nwe,
nke [a]na-ezonarị ụlọ nke Jekọb
iru ya, ma a ga m ele anya ya.
18 Lee, mụ na ụmụ nile ndị
Onye-nwe nyeworo m bụ maka

4*a* 2 Nif. 17:16.
*b* Aisa. 8:4.
*c* 2 Ndez. 15:29.
6*a* Jen. 49:10;
NAJS, Jen. 50:24.
*b* Aisa. 7:1.
7*a* NB n'elu elu elu
Israel na mbu.
8*a* NB Asiria ga-abanye
kwa Juda.
*b* NGAN Immanuel.
9*a* NB mee ụdị
mkpọkọta ọnụ nile.
10*a* NB Juda (ala nke
Imanuel) ka a ga
ahapụ.
Abụọma 46:7.
12*a* NB Juda agagh
adabere n'atụmatụ
nzuzo ha na ndị ọzọ
maka enweghi
mmekpa-arụ ha.
13*a* NB Diri nsọpụrụ na
ume ala n'iru
Chineke.
14*a* Ezik. 11:15–21.
*b* 1 Pita 2:4–8;
Jekọb 4:14–15.
15*a* Mat. 21:42–44.
16*a* HIB nkụzi nile,
ma-ọbụ ozizi.
NGAN Ozi-ọma.
17*a* Aisa. 54:8.

[a]ihe iriba-ama nile na maka
ihe-ebube nile n'Israel sitere
n'Onye-nwe nke usuu nile nke
ndị-agha, Onye na-ebi n'ụgwụ
Zaịọn.
19 Ma mgbe ha ga-asị unu: Jụọ
nụ ha bụ ndị na-akpọpụta [a]ndị
mụọ a dị mbụ mara amara, na
[b]ndị amụsu nile na-enyo na ata-
mụ—[c]ọ bụ na ndị mmadụ ha
ekwesịghị ịjụta Chineke ha ka
ndị dị ndụ wee nụrụ [d]n'ọnụ ndị
nwụrụ anwụ?
20 N'iwu ahụ na ịgba-ama
ahụ; ma ọbụrụ na [a]ha ekwughị
dịka okwua si dị, ọ bụ n'ihi na
ìhè adịghị n'ime ha.
21 Ma [a]ha ga-agabiga ya n'oke
mkpa na agụụ, ma ọ ga-eru na
mgbe agụụ ga-agụ ha, ha ga-
akpasu onwe ha iwe, ma kọcha
eze ha na Chineke ha, ma lelie
anya n'elu.
22 Ma ha ga-ele anya n'ala ma
hụ nsogbu, na ọchịchịrị, mgba-
chu nke nnukwu arụ mgbu, ma
a ga-achụba ha n'ọchịchịrị.

## ISI 19

*Aịsaịa wee kwuo dịka Mesaịa—Ndị mmadụ nọ n'ọchịchịrị ga-ahụ oke ìhè—A mụwo otu nwa nye anyị—Ọ ga-abụ Ọkpara-Eze nke Udo ma ọ ga-achị n'oche-eze Devid—Tulee Aịsaịa isi 9. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

OTU o sila dị, mgbachu ya aga-
ghị abụ ụdị ọ dịrị n'oge mkpasu
iwe ya, mgbe mbụ ọ kpagburu
[a]ala Zebulọn ntakịrị ya na ala
nke Naftalaị, ma mesịa kwa
nye mkpagbu karịrị n'ụzọ Oke
Osimiri Uhie n'ofe Jọdan dị na
Galilee nke mba nile.
2 Ndị ahụ jegharịworo [a]n'ọchị-
chịrị ahụwo nnukwu ìhè, ndị
ahụ na-ebi n'ala nke onyinyo
ọnwụ, ha ka ìhè mụkwasịworo.
3 I mewo ka mba ahụ baa ụba,
ma [a]mee ka ọñụ ha bawanye
ụba—ha na-añụ ọñụ n'iru Gị
dịka ọñụ oge owuwe ihe ubi,
na dịka ndị mmadụ na-añụ ọñụ
mgbe ha na-eke ihe akwatara
n'agha.
4 N'ihi na I gbajisịwo nkekọta
ahụ nke ibu-arụ ya, na mkpa-
n'aka nke ubu ya, okporo nke
onye-na-achị ya ọchịchị aka ike.
5 N'ihi na ọgụ ọbụla nke
onye-agha mkpọtu mmegharị-
anya na-eso ya, na uwe atụrụrụ
n'ọbara; mana nke a ga-abụ nke
nsure ọkụ na mmanu ọkụ nke
ọkụ.
6 N'ihi na amụworo anyị otu
[a]nwa, enyewo anyị otu nwa-
nwoke; ma [b]ọchịchị ga-adị n'elu

18*a* NB Aha nile nke Aịsaịa na ụmụ ya ndikom pụtara: "Jehova na-azọpụta"; "ọ na-eme anụ ji ibe ya eme nri ka o mee ọsọsọ"; na "otu onye fọdụrụ ga-alọta." 2 Nif. 17:3; 18:3.
19*a* Lev. 20:6.
*b* NB ndị mgbasị, ndị na-agaba afa.
*c* 1 Sam. 28:6–20.
*d* M-Ọ na ọnọdụ nke.
20*a* NB n'usoro onye-nke-mụọ ahụ (nakwa n'ime ama-okwu nile nke 21–22).
21*a* NB Israel ka a ga-ewere baa n'ime ndọkpụ n'agha n'ihi na ha anaghị ntị.
**19** 1*a* Mat. 4:12–16.
2*a* "A pụtaghi ihe nke ọma" na "ọchịchịrị" ahụ bụ ngọnarị okwukwe na ndọkpụ n'agha; oke ihe ahụ bụ Kraịst.
3*a* Aisa. 9:3.
6*a* Aisa. 7:14; Luk 2:11.
*b* Mat. 28:18.

ubu ya; ma a ga-akpọ aha ya,
Onye-ebube, Onye-ndụmọdụ,
[c]Chineke bụ Dike, [d]Nna nke
Mgbe nile na-adigide, [e]Ọkpara-
Eze nke Udo.
7 Maka mbawanye nke [a]ọchị-
chị na udo ya [b]onweghị njedebe,
n'elu oche-eze Devid, na n'elu
ala-eze ya, ime ka o guzozie, na
iwube ya n'ikpe na n'ikpe zịrị-
ezi site ugbua ga n'iru, ọbụna
ruo mgbe nile. Ọnụnụ ọkụ-n'obi
nke Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha ga-emezu nke a.
8 Onye-nwe zigara okwu ya
nye Jekọb ma o wee dakwasị
[a]Israel.
9 Ma ndị nile ga-amata, ọbụna
Ifrem na ndị bi na Sameria, ndị
na-ekwu site na mpako na obi
ukwu sị:
10 Aja-ụlọ adasịwo, ma anyị
ga-eji okwute atụrụ atụ wuo;
osisi sicamọ nile ka egbutusị-
woro, ma na anyị ga-agbanwe
ha ka ha bụrụ osisi sịda.
11 Ya mere, Onye-nwe ga-
akpọta ndị-iro nile nke [a]Rizịn
megide ya, ma jikọta ndị-iro
ya ọnụ;
12 Ndị Sirịa n'iru na ndị Filistịa
n'azụ; ma ha ga-eghebe ọnụ
ha oghe [a]richapụ Israel. N'ihe ndị
a nile [b]iwe ọkụ ya alaghachịghị
azụ, ma aka ya ka setịpụtara.
13 N'ihi na ndị ahụ [a]anaghị
atụgharịkwute ya bụ onye na-eti
ha otiti ihe, ọbụghị ma ha
na-achọ Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha.
14 Ya mere Onye-nwe ga-ebepụ
site n'Israel isi na ọdụdụ, nga-
laba na igu nkwụ n'ime otu
ụbọchị.
15 Ochịe ahụ, ọbụ ya bụ isi; ma
onye-amụma ahụ nke na-akụzi
nkuzi ụgha nile, ọ bụ ya bụ
ọdụdụ ahụ.
16 N'ihi na ndị ndu nile nke
ndị a na-akpatara ha mmehie;
ma ndị ahụ ha na-edu ka ebibiri.
17 Ya mere Onye-nwe agaghị
enwe ọṅụ n'ebe ụmụ-okorọbịa
ha nọ, ọbụghị ma ọ ga-enwe
[a]obi ebere n'ebe ndị-na-enweghị
nna na ndịnyom isi-mkpe nọ;
n'ihi na onye ọbụla n'ime ha
bụ onye-iru-abụọ na onye ajọọ-
omume, ma ọnụ nile na-ekwu
okwu [b]nzuzu. N'ihi ihe ndị a
nile, iwe ọkụ ya adịghị atụgharị,
ma na [c]aka ya ka setịpụtara.
18 N'ihi ajọọ-omume na-ere
dịka ọkụ; ọ ga-erechapụ uke na
ogwu nile, ma ọ ga-enwu ọkụ
n'ime osisi nile dị agbidigbi na
oke ọhịa nile, ma ha ga-akwụli
elu dịka nkwụli-elu nke anwụ-
rụ ọkụ.
19 Site n'oke iwe nke Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha ka
ala gbajiri ojii, ma ndị mmadụ
ahụ ga-adị ka mmanụ ọkụ nke
ọkụ ahụ; [a]ọdịghị onye ga-edobe
nwanne ya.
20 Ma ọ ga-apụnara n'aka nri

6*c* Taịtọs 2:13–14.
*d* Alma 11:38–39, 44.
*e* Jọn 14:27.
7*a* NGAN Ọchịchị.
*b* Dan. 2:44.
8*a* NB Ozi amụma ahụ nke na-eso (ama-okwu nile 8–21) bụụrụ otu ịdọ-aka na nti nye agbụrụ iri elu elu ahụ, a kpọrọ Israel.
11*a* 2 Ndez. 16:5–9.
12*a* 2 Ndez. 17:6, 18.
*b* Aisa. 5:25; 10:4.
13*a* Emọs 4:6–12.
17*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*b* 2 Nif. 9:28–29.
*c* Jekọb 5:47; 6:4.
19*a* Maịka 7:2–6.

ma agụụ ga-agụ ya; ma [a]ọ ga-eri
ihe n'aka ekpe ma ha agaghị
enwe afọ ojuju; ha ga-eri onye
ọbụla anụ-arụ nke ogwe-aka
onwe ya—
21 [a]Manase, [b]Ifrem, na Ifrem,
Manase; ha ga-ejikọta megide
[c]Juda. N'ime ihe nile ndị a iwe
ya atụgharịghị azụ, ma na aka
ya ka setịpụtara.

## ISI 20

*Mbibi nke Asịria ahụ bụ ụdị mbibi nke ndị ajọọ-mmadụ n'oge Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ—Mmadụ ole na ole ga-afọdụ mgbe Onye-nwe bịa-woro ọzọ—Ndị nke Jekọb fọdụrụ ga-alaghachị n'ụbọchị ahụ—Tulee Aịsaịa isi 10. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ahụhụ na-adịrị ha bụ ndị na-
eme iwu, iwu ajọọ-omume nile,
na ndị na-ede ihe arịrị nile nke
ha jiri aka ha depụta:
2 Ị chụghachị ndị mkpa na-
akpa site [a]n'ikpe, na ịnapụ ha
ihe ruru ha, ịnapụ ọnọdụ ndị
ogbenye n'etiti ndị m, ka [b]ndị-
nyom isi mkpe wee bụrụ anụ
ikpa-nri ha, na ka ha wee zuo
ndị na-enweghị nna ori!
3 Ma gịnị ka unu ga-eme n'ụ-
bọchị [a]nleta, na n'ịtọgbọrọ n'efu
nke ga-esi n'ebe dị anya bịa?
Onye ka unu ga-agbakwuru
maka enye m-aka? Ma ole ebe
ka unu ga-ahapụ otuto unu?
4 Ewezuga m ha ga-erudata-
isi ala n'okpuru ndị-mkpọrọ nile,
ma ha ga-ada n'okpuru ndị
egburu-egbu. N'ihi ihe nile ndị
a iwe ya alaghachịghị azụ, kama
aka ya ka setịpụtara.
5 O onye-Asịrịa, okporo nke
iwe ọkụ m, ma mkpa-n'aka dị
n'aka ha bụ [a]oke iwe ha.
6 A ga m eziga ya [a]megide
mba iru-abụọ, ma megide ndị m
na-ewere iwe ọkụ ka m ga-enye
ya ike iwere ihe-nkwata nke
agha, na iwere anụ ikpa-nri ha,
na ịzọda ha ala dịka apịtị nke
ụzọ nile.
7 Otu ọbụla o si dị ọbụghị
ebum-n'obi ya, ọbụghị ma obi
ya ọ na-eche otu ahụ; mana
n'ime obi ya ọ bụ ibibi na ibepụ
ọtụtụ mba ọbụghị ole na ole.
8 N'ihi na ọ na-asị: Ọ bụ na
ụmụ ndịkom ndị eze m nile ha
abụghị ndị eze?
9 Kalno ọ dighị ka Kakemịsh?
Hemat ọ dighị ka Apad? Samerịa
ọ dịghị ka Damaskọs?
10 Dịka [a]aka m rụpụtaworo
ala-eze nile nke arụsị nile, ma
olee onye arụsị ya nile apịrị-apị
karịrị ha bụ ndị nke Jerusalem
na nke Sameria;
11 A gaghị m eme, dịka m me-
woro Sameria na arụsị ya nile,
otu aka ahụ mee Jerusalem na
arụsị ya?
12 Ya mere ọ ga-eru na mgbe
Onye-nwe lụsịworo ọlụ ọ na-
alụ n'elu ugwu Zaịọn na n'ime
Jerusalem, a ga m ata [a]mkpụrụ-
afọ nke ndị obi ukwu ahụhụ bụ

20*a* Deut. 28:53–57.
21*a* NGAN Manase.
*b* NGAN Ifrem.
*c* NGAN Juda.
**20** 2*a* M-Ọ ikpe ziri ezi.
*b* NGAN Nwanyi-isi-mkpe.
3*a* NB ntaramahụhụ.
5*a* Aisa. 10:5.
6*a* NB megide Israel.
10*a* NB aka eze nke Asiria (ama-okwu nile nke 10–11).
12*a* NB itu-ọnụ mpako.

nke eze ndị [b]Asịria, na inya-isi nke ileli-anya n'elu ya nile.

13 N'ihi na [a]ọ na-asị: Site n'ike aka m na site na amamihe m ka m meworo ihe ndị a nile, n'ihi na a bụ m onye na-akpachapụ anya; ma ewepụwo m oke-ala nile nke ndị mmadụ, ma a pụnarịrị m ha ihe nile ha chekwaworo, ma e wedawo m ndị nile bi n'ime ya dịka dike;

14 Ma aka m achọpụtawo na akụ ndị mmadụ nile dịka akwụ-nnunu; ma dịka mmadụ na-achịkọta akwa nile bụ ndị fọdụrụ ka m chịkọtaworo ala ahụ nile; ma ọdịghị onye n'ime ha megharịrị nku ya, ma-ọbụ meghee ọnụ ya, ma-ọbụ nyoo enyoo.

15 [a]Anyịke [b]ọ ga aja onwe ya megide onye ji ya na-egbu ihe? Mma nkwọ ọ ga-ebuli onwe ya elu megide onye na-emegharị ya? Dịka aga-asị na okporo ga-efegharị onwe ya megide ha bụ ndị na-ewelite ya elu, ma-ọbụ dịka a ga-asị na mkpa-n'aka ahụ ga-ewelite onwe ya elu dịka aga-asị na ọ bụghị osisi!

16 Ya mere Onye-nwe, bụ Onye-nwe nke usuu nile nke ndị-agha, ga-ezita n'etiti ndị ya gbara abụba, ịdị gịrị-gịrị; ma n'okpuru otuto [a]ya ka ọ ga amụnye onwunwu nke dịka onwunwu nke ọkụ.

17 Ma ìhè nke Israel ga-aghọ ọkụ, ma Onye-Nsọ ya ga-abụ ire ọkụ, ma ọ ga-ere ma ọ ga-erechapụ ogwu ya nile na uke ya nile n'otu ụbọchị;

18 Ma ọ ga-erepịa inya-isi nke oke ọhịa ya, na nke ubi ya na-amị mkpụrụ, ma [a]mkpụrụ-obi ma arụ; ma ha ga-adị ka mgbe onye-na-ebu ọkọlọtọ dara mba.

19 Ma osisi nke [a]fọdụrụ n'ime ọhịa ya ga-adị ole na ole, nke nwata ga-enwe ike idepụta.

20 Ma ọ ga-eru [a]n'ụbọchị ahụ, na ndị Israel fọdụrụ, bụ ndị nke gbapụrụ site [b]n'ụlọ nke Jekọb, agaghị kwa [c]adabere ọzọ n'arụ onye na-etigbu ha, mana ha ga-adabere n'arụ Onye-nwe, bụ Onye-Nsọ nke Israel, n'ezi-okwu.

21 [a]Ndị fọdụrụ ga-alaghachị, e, ọbụna ndị nke Jekọb fọdụrụ, lakwuru Chineke ahụ di ike.

22 N'ihi na ọbụna na ndị gị Israel ga-adị ka aja nke osimiri, mana ndị nke fọdụrụ n'ime ha ga-alaghachị; [a]mkpochapụ nke akaworo aka [b]ga-ejubiga oke n'ezi-omume:

23 N'ihi na Onye-nwe Chineke

12*b* Zef. 2:13.
13*a* NB eze nke Asiria (ama-okwu nile 13–14).
15*a* NB Onye-amụma na-atụle otu eze ahụ siri yie ihe ngwa ọrụ.
*b* Okwu ọmụmaatụ nile dị na ama-okwu a na-ajụ otu ụdị ajụjụ ahụ: Mmadụ ọga (ima-atụ, eze ndị Asiria) eme nke ọma megide Chineke?
16*a* NB eze nke Asiria ahụ (na kwa ama-okwu nile 17–19).
18*a* NB Asiria ga-efu kpam kpam.
19*a* NB ndị fọdụrụ n'ime ndị agha nke Asiria.
20*a* NB ụbọchị ndị ikpeazụ.
*b* Emọs 9:8–9.
*c* NB dabere n'elu.
21*a* Aisa. 11:11–12.
22*a* OznỌd. 63:34. NGAN Ụwa—Ọgwụgwụ nke Ụwa.
*b* NB Ọbụna mgbe ntaramahụhụ na-abịa ebere dị.

nke usuu nile nke ndị-agha
[a]ga-eme mkpochapụ, ọbụna o
kpebiwo ime ya n'elu ala nile.
24 Ya mere, otu a ka Onye-nwe
Chineke nke usuu nile nke ndị-
agha kwuru: O ndị m bi na
Zaịọn, unu atụla egwu maka
ndị Asirịa; ọ ga-eji okporo tie
gị, ma ọ ga-ewelite mkpa-n'aka
ya megide gị, dịka [a]ndị Ijipt
mere.
25 N'ihi na ọfọdụrụ nwantịntị
oge, ma oke iwe ga-akwusị, ma
iwe m n'ime mbibi nke ha.
26 Ma Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị agha ga-apalite, ihe otiti
maka ya dịka esị tigbuo [a]Midian
na nkume nke Oreb; ma dịka
okporo ya siri dị n'elu osimiri
otu a ka ọ ga-ewelite ya elu dịka
ndị Ijipt mere.
27 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ
na [a]ibu-arọ ya ka a ga-ewezuga
site n'elu ubu gị, na ihe nkedo
ya site n'olu gị, ma ihe nkedo
ahụ ka a ga-ebibi n'ihi [b]mmanụ
etere gị.
28 [a]Ọ bịakwasịwo Aịat, ọ gabi-
gawo jee Maịgrọn; na Mịkmash
ka akwasara ibu ya nile.
29 Ha agabigawo ụzọ-nta
ahụ; ha ewerewo ebe ino ọnọ-
dụ-abalị ha na Giba; Remọt
na-atụ egwụ; Gibea nke Sọl
agbalagawo.
30 Welite olu, O ada nke
Galịm; mee ka anụ ya na Laịsh,
O Anatot ewedara ala.
31 Madmena ka ewepụworo;
Ndị bi na Gibịm na-achịkọta
onwe ha ka ha gbapụ.
32 Ugbua ọ ga-anọ na Nob
n'ụbọchị ahụ; ọ ga-emegharị aka
ya megide ugwu nke ada Zaịọn,
ugwu-nta nke Jerusalem.
33 Lee, Onye-nwe, Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha
ga-ebechapụ ngalaba nile nke
na-akpata oke egwụ, ma [a]ndị
nile di elu nke ogo ka a ga-
egbuda; ma ndị mpako ka a
ga-eweda ala.
34 Ma ọ ga-eji igwe gbutusịa
ahịhịa nile nke oke ọhịa, ma
Lebanọn ga-ada site n'aka onye
dị ike.

## ISI 21

*Ogwe-osisi nke Jesi ahụ (Kraịst) ga-ekpe ikpe n'ezi-omume—Ọmụma nke Chineke ga-ekpuchi ụwa n'Oge Jisus ga-achị ụwa otu puku afọ—Onye-nwe ga-ewelite ọkọlọtọ ma chịkọta Israel—Tulee Aịsaịa isi 11. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma [a]okporo ga-esi [b]n'ogwe-osisi
nke [c]Jesi pụta, ma ngalaba-osisi
ga-eto site na mgbọrọgwụ ya
nile.

23*a* NB kpata mbibi ahụ enyeworo n'iwu-ọkụ.
24*a* NB dika ndi Ijipt mere n'oge nile nke gboo. Ọpụ. 1:13–14.
26*a* Jen. 25:1–2; Ndikp. 7:25.
27*a* Aisa. 14:25.
*b* NGAN Onye e Tere Mmanụ.
28*a* NB Ọganiru nke igwe ndị-agha Asiria gawa Jerusalem ka a chọpụtara; mgbe ahụ (ama-okwu nile 33–34) mmeso nke Onye-nwe megide ha ka a kọwara nke ọma n'ụdi ya.
33*a* Hil. 4:12–13.
**21** 1*a* OznỌd. 113:3–4.
*b* OznỌd. 113:1–2.
*c* Jesi bụụrụ nna Devid; ntụnyere ka e mere ye ahiri akụkọ agbụrụ nke Ọkwa-eze Devid n'ime ya bụ nke e mesiri mụọ Jisus. Maịka 5:2; Ndị-Hib 7:14. NGAN Jesi.

2 Ma [a]Mụọ nke Onye-nwe ga-abịakwasị ya, bụ Mụọ nke amamihe na nghọta, Mụọ nke ndụmọdụ na ịdị-ike, Mụọ nke ọmụma ihe na nke ịtụ-egwụ Onye-nwe;

3 Ma ọ ga-eme ya ịdị uchu na ịghọta ọsọ-ọsọ n'egwụ nke Onye-nwe; ma ọ gaghị [a]ekpe ikpe dịka anya ya siri hụ, ọbụghị ma ọ ga-aba mba dịka ọnụnụ nke ntị ya abụọ siri dị.

4 Kama ọ ga-eji [a]ezi-omume kpee ndị ogbenye ikpe, ma [b]baa mba zịrị-ezi banyere [c]ndị dị umeala n'obi n'ụwa nke a; ma ọ ga-eti ụwa ihe otiti site na okporo nke ọnụ ya, na iku-ume nke egbụgbere-ọnụ ya ka ọ ga-eji gbuo ndị ajọọ-omume.

5 Ma ezi-omume ga-abụ ihe-okike n'ukwu ya, ma ikwesị-ntụkwasị-obi ga-abụ ihe-[a]okike nke ụkwụ ya.

6 Nkịta-ọhịa kwa ga-ebi ya na nwa-atụrụ, ma agụ ga-edịna ala ya na nwa-ewu, ma nwa ehi na nwa ọdụm na anụ gbara-abụba ga-anọkọta; ma nwatakịrị ga-edu ha.

7 Ma ehi na nnukwu anụ na-eri ibe ya ga-atakọta nri; ụmụ ha nile ga-edịnakọta; ma ọdụm ga-ata ahihịa dịka oke ehi.

8 Ma nwa-na-añụ-ara ga-egwụ egwụ n'elu ọnụ [a]ajụ-ala, ma nwa ahụ a napụrụ ara ga-etinye aka ya n'elu [b]ọnụ ebe obibi nke ajọọ-agwọ.

9 Ha [a]agaghị emerụ arụ maọbụ bibie ihe n'ime ugwu nsọ m nile, n'ihi na ụwa ga-ejupụta na [b]ọmụma nke Onye-nwe, dịka mmịri si kpuchie osimiri.

10 Ma n'ime [a]ụbọchị ahụ a ga-enwe [b]mgbọrọgwụ nke Jesi, nke ga-eguzo dịka ọkọlọtọ nke ndị mmadụ; [c]Ọ bụ ya ka [d]ndị Jentaịlụ ga-achọ; ma izu-ike ya ga-adị ebube.

11 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ na Onye-nwe ga-esetịpụ aka ya ọzọ nke [a]ugboro abụọ inwetaghachị ụfọdụ ndị ya ndị nke ga-afọdụ, site na Asịria na site n'Ijipt, na site na Petros, na site Kush, na site na Ilam, na site na Shaịna, na site na Hemat, na site n'ala nile mmiri gbara gburu-gburu nke oke osimiri ahụ.

12 Ma ọ ga-ewelite [a]ọkọlọtọ nye mba nile, ma ọ ga-akpọkọta [b]ndị nile ajụrụ ajụ nke Israel, ma [c]chịkọta ndị ekposasịrị nke Juda site n'akụkụ anọ nke ụwa.

13 [a]Ekworo nke Ifrem kwa ga-arapụ ya, ma ndị iro nile nke

2*a* Aisa. 61:1–3.
3*a* Jọn 7:24.
4*a* Abụọma 72:2–4; Mosa. 29:12.
*b* HIB kpebi.
*c* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ.
5*a* M-Ọ úkwù.
8*a* Otu obere agwọ nwere nsi nke Ijipt.
*b* Agwọ ọzọ nwere nsi.
9*a* Aisa. 2:4. NGAN Oge Jisus Ga-abịa n'Ụwa Chịa Otu Puku Afọ.
*b* OznỌd. 101:32–33; 130:9.
10*a* NB ụbọchị ndị ikpeazụ. A—JS 1:40.
*b* Ndi Rom 15:12; OznỌd. 113:5–6.
*c* M-Ọ nye ya.
*d* OznỌd. 45:9–10.
11*a* 2 Nif. 6:14; 25:17; 29:1.
12*a* NGAN Ọkọlọtọ.
*b* 3 Nif. 15:15; 16:1–4.
*c* Neh. 1:9; 1 Nif. 22:10–12; OznỌd. 45:24–25. NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
13*a* Jer. 3:18.

Juda ka a ga-ebepụ; Ifrem aga-
ghị [b]ekwoso [c]Juda ekworo,
ma Juda agaghị akpasu Ifrem
iwe.
14 Mana ha [a]ga-efekwasị n'u-
bu nile nke ndị Filistịa n'akụkụ
ọdịda anyanwụ; ha ga-ebibi ndị
ọwụwa-anyanwụ n'otu ebe; ha
ga-atụkwasị aka ha n'elu Idọm
na Moab; ma ụmụ nke Amọn
ga-erube isi nye ha.
15 Ma Onye-nwe [a]ga-ebibi ire
nke oke osimiri Ijipt kpam kpam;
ma site na oke ifufe ya dị ike
ka ọ ga-emegharị aka ya n'elu
osimiri ahụ, ma ọ ga-eti ya ihe
otiti n'ime iyi asaa nile ahụ, ma
mee ka ndị mmadụ gafee n'ala-
akọrọ.
16 Ma a ga-enwe [a]okporo-ụzọ
dịrị ụfọdụ ndị nke ya bụ ndị
ga-afọdụ, site na Asịria, dịka
o si dị n'Israel n'ụbọchị nke ọ
rigopụtara site n'ala Ijipt.

## ISI 22

*N'ụbọchị ọchịchị otu puku afọ n'elu ụwa mmadụ nile ga-eto Onye-nwe—Ọ ga-ebi n'etiti ha—Tulee Aịsaịa isi 12. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma n'ụbọchị ahụ ị ga-asị: O
Onye-nwe, a ga m eto gị; ọbụna-
dị na iwe were gị n'ebe m nọ,
ewezugawo iwe gị, ma ị na-
akasi m obi.
2 Lee, Chineke bụ nzọpụta m,
A ga m [a]atụkwasị-obi, ma ghara
ịtụ-egwụ; n'ihi na Onye-nwe,
[b]Jehova bụ ume m na abụ m; ọ
ghọwokwa nzọpụta m.
3 Ya mere, n'ọñụ ka unu
ga-esepụta [a]mmiri site n'omimi
mmiri nile nke nzọpụta.
4 Ma n'ụbọchị ahụ ka unu
ga-asị: [a]Too Onye-nwe, kpọkụo
aha ya, kwupụta ihe nile o mere
n'etiti ndị mmadụ, kwute na
aha ya ka ebuliri elu.
5 [a]Bụkuo Onye-nwe abụ; n'ihi
na o mewo ọtụtụ ihe dị ezi mma;
nke a ka amataworo n'ụwa nile.
6 [a]Bepụta akwa ma tie mkpu,
unu ndị bi na Zaịọn; n'ihi na
ukwuu ka Onye-Nsọ nke Israel
dị n'etiti unu.

## ISI 23

*Mbibi nke Babịlọn ahụ bụ otu ụdị nke mbibi ga-adi n'Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ ahụ—Ọ ga-abụ ụbọchị nke oke iwe na ibọ-ọbọ—Babịlọn (ụwa) ga-ada ruo mgbe nile—Tulee Aịsaịa isi 13. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

13*b* Agbụrụ nile nke Juda na nke Ifrem duru bụ ndị iro site n'akụkọ (mgbe ihe omumu nile nke 1 Ndez. 12:16–20 gasịrị). N'ụbọchị ndị ikpeazu a ga-agwọ ịdị n'iro a. Ezik. 37:16–22. NGAN Ntaji-anya.
*c* NGAN Juda.
14*a* NB Buso mkpọda nile nke ọdịda-anyanwụ agha nke buuru ala Filistia.
15*a* Zek. 10:11.
16*a* Aisa. 35:8; OznỌd. 133:27.
**22** 2*a* Mosa. 4:6; Hil. 12:1.
*b* Ọpụ. 15:2; Abụọma 83:18. NGAN Jehova.
3*a* NGAN Mmiri Ndụ.
4*a* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
5*a* OznỌd. 136:28.
6*a* Aisa. 54:1; Zef. 3:14.

[a]Ibu-arọ nke [b]Babịlọn, nke Aịsaịa
nwa Amoz hụrụ.
2 Welite nụ [a]ọkọlọtọ n'elu
ugwu ukwu dị elu, welitere nụ
ha olu elu [b]feenụ aka, ka ha wee
baa n'ọnụ ụzọ ama nke ndị a
ma ama.
3 E nyewo m ndị m [a]edoworo
nsọ iwu, A kpọwo kwa m ndị
nke m dị ike, n'ihi na iwe m
abịakwasịghị ha bụ ndị na-
añụrị-ọñụ n'idi elu nke m.
4 Mkpọtụ nke igwe mmadụ
n'ime ugwu ukwu nile dịka nke
ọtụtụ mmadụ, mkpọtụ nke nnu-
kwu ọgba-aghara nke [a]ala-eze
mba nile [b]achịkọtara ọnụ, Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
na-akpọkọta igwe nile nke agha
ahụ.
5 Ha si mba dị anya bịa, site
n'ebe elu-igwe sọtụrụ, e, Onye-
nwe, na ngwa-ọgụ nke iwe ọkụ
ya, ibibi ala nile ahụ.
6 Tisie nụ mkpu ike, n'ihi na
ụbọchị nke Onye-nwe abiarute-
wo; ọ ga-abịa dịka mbibi sitere
n'aka Onye ahụ Pụrụ Ime Ihe
nile.
7 Ya mere aka nile ga-ada mba,
obi mmadụ nile ga-agbaze;
8 Ma ha ga-atụ egwu; arụ
ụfụ na mwute ga-ejide ha; ọ
ga-atụ ha n'anya otu onye n'ebe
ibe ya nọ; iru ha nile ga-adị ka
ire ọkụ.
9 Lee, ụbọchị nke Onye-nwe
na-abịa, obi ọjọọ na iwe ọkụ na
iwe dị egwụ, iji mee ka ala ahụ
tọgbọrọ n'efu; ma ọ [a]ga-ebibi
ndị mmehie bi n'ime ya.
10 N'ihi na kpakpando nile
nke elu-igwe na mmụkasị nile
nke ha n'elu agaghị enye ìhè
ha; [a]anyanwụ ga-agbaji oji n'ije
ya, ma ọnwa agaghị eme ka ìhè
ya nwuo.
11 Ma a ga m [a]ata ụwa ahụhụ
n'ihi ihe ọjọọ, ma ndị ajọọ-
omume n'ihi ajọọ-omume; A
ga m eme ka mfuli-elu nke [b]ndị
mpako kwụsị, ma aga m ebuda
nganga nke ndị dị egwu.
12 Aga m eme [a]mmadụ ka ọ dị
oke ọnụ ahịa karịa ọmarịcha
ọla-edo; ọbụna mmadụ karịa
ọla-edo ọma nke Ophir.
13 Ya mere, aga m eme ka elu-
igwe nile megharịa arụ, ma ụwa
[a]ga-apụ site n'ebe ọ nọ, n'iwe
ọkụ nke Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha; ma n'ụbọchị
nke oke iwe ya dị egwụ.
14 Ma ọ ga-adị ka [a]anụ-ọhịa
a na-achụ ọsọ, ma dịka atụrụ na-
enweghị onye welitere ya; ma
ha mmadụ ọbụla ga-laghachị-
kwuru ndị nke ya, ma gbalaga
onye ọbụla n'ime ala nke ya.
15 Onye ọbụla nke na-afuli-elu
ka a ga-arụfe mma; e, ma onye
ọbụla nke a na-ejikọta ya na

**23** 1*a* NB otu ozi nke mbibi.
*b* Mbibi nke akụkọ nke Babilọn ọjọọ e bụru amụma ya n'ime Aịsa 13 na 14 ka e mere n'ụdị mbibi nke ikpe-azụ nke ajọọ ụwa dum. OznỌd. 133:5, 7, 14. NGAN Babilọn, Bebel.
2*a* M-Ọ Ọkọlọtọ. NGAN Ọkọlọtọ.
*b* NB Fee aka ahụ, nye otu ihe iriba-ama.
3*a* NB Ndị-nsọ.
4*a* Zek. 14:2–3.
*b* Zek. 12:3.
9*a* NGAN Ụwa—Isacha ụwa.
10*a* NGAN Ụwa—Ọgwụgwụ nke Ụwa.
11*a* Mal. 4:1.
*b* OznỌd. 64:24.
12*a* Aisa. 4:1–4.
13*a* NGAN Ụwa—Ọnọdụ ikpe-azu nke ụwa.
14*a* M-Ọ Mgbada a na-achụ ọsọ nta.

ndị ajọọ-omume ga-ada site na
mma agha.
16 Ụmụ ha, ka a ga-akụpịa
irighiri-irighiri n'iru ha; ụlọ ha
ka a ga-ebibi ma ndị nwunye
ha ka a ga-ebupu.
17 Lee, A ga m apalite ndị
Medes imegide ha, ndị na-aga-
ghị ele ọla-ọcha ma-ọbụ ọla-edo
anya, ọbụghị ma ha ga-enwe
mmasị n'ebe ha dị.
18 Ụta ha ga-atụpịa kwa ụmụ
okorọbịa ahụ irighiri irighiri; ma
ha a gaghị enwe obi ọmiko n'ebe
mkpụrụ nke afọ dị; anya ha
agaghị emere ụmụaka ebere.
19 Ma Babịlọn, ebube nke
ala-eze nile, [a]ịma mma nke ndị
Kaldịa, ga-adị ka mgbe Chineke
kwaturu [b]Sọdọm na Gọmora.
20 Ọ dịghị onye [a]ga-ebi kwa
n'ime ya ọzọ, ọbụghị ma a
ga-ebi n'ime ya site n'ọgbọ ruo
n'ọgbọ: ọbụghị ma ndị Arebịa
ga-amanye ụlọ ikwuu ha n'ebe
ahụ; ọbụghị ma ndị ọzụzụ-atụrụ
ha ga-eme ka atụrụ ha makpuo
n'ebe ahụ.
21 Ma [a]oke anụ ọhịa nile nke
ọzara ahụ ga-edịna n'ebe ahụ;
ma ụlọ ha nile ga-ejupụta n'anụ
ndị na-eti ajọọ mkpu; ma ikwi-
kwi nile ga-ebi n'ebe ahụ, ma
[b]ewu ọhịa ga-agba egwu n'ebe
ahụ.
22 Ma oke anụ ọhịa nile nke
ala nile mmiri gbara gburu-
gburu ga-ebe akwa [a]n'ụlọ ha ndị
ahụ tọgbọrọ n'efu, ma [b]nkịta
ọhịa nile n'obi-eze ha nile mara-
mma; ma oge ya na-abịa nso, ma
ụbọchị ya agaghị etowanye
ogologo. N'ihi na aga m ebibi ya
ọsọ-ọsọ; e, n'ihi na aga m enwe
obi-ebere n'ebe ndị m nọ, mana
ndị ajọọ-omume ga-ala-n'iyi.

## ISI 24

*Israel ka a ga-akpọkọta ma ha ga-enwe ọñụ n'oge ezumike nke oge ọchịchị otu puku afọ n'ụwa—Lusifa ka achụpụrụ site n'elu-igwe n'ihi nnupụ-isi—Israel ga-emeri Babịlọn (ụwa).—Tulee Aịsaịa isi 14. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

N'ihi na Onye-nwe ga-enwe obi
ebere n'arụ Jekọb, ma [a]rọpụta-
kwa Israel, ma debe ha n'ala
nke aka ha; ma [b]ndị mba ọzọ ka
a ga-etịkọtara ha, ma ha ga-ara-
para n'ụlọ nke Jekọb.
2 Ma [a]ndị ahụ ga-akpọrọ ha
ma kpọta ha n'ebe ha nọ; e, site
n'ebe dị anya wee ruo na nsọtụ
nile nke ụwa; ma ha ga-alagha-
chị [b]n'ala nile e kwere ha na
nkwa. Ma ụlọ nke Israel ga-
enwe ha, ma ala nke Onye-nwe
ga-abụ maka [c]ụmụ-oru nile na
ụmụ-nwanyị na-eje ozi; ma ha
ga-adọkpụrụ ha n'agha nye kwa
ndị dọkpụụrụ ha n'agha; ma ha
ga achị ndị nile chịrị ha ọchịchị
aka ike.
3 Ma ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ na

19*a* NB Abaghi uru.
*b* Jen. 19:24–25; Deut. 29:23; 2 Nif. 13:9.
20*a* Jer. 50:3, 39–40.
21*a* Aisa. 34:14–15.
*b* HIB Oke-ewu, ma-ọbụ muọ ọjọọ nile.
22*a* HIB Obi-ndị-eze.
*b* HIB (Ikekwe) edi nile, ma-ọbụ nkịta ọhịa nile.
**24** 1*a* Zek. 1:17.
*b* Aisa. 60:3–5, 10.
2*a* NB Mba ndị ọzọ ga-enyere Israel aka.
*b* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*c* Aisa. 60:14.

Onye-nwe ga-enye gị [a]ezumike,
site na mwute gị, na site n'ịtụ
egwụ gị, na site n'ịbụ oru-ike
nke akwanyere gị n'ime ya ka
ị jee ozi.
4 Ma o ga-eru n'ụbọchị ahụ,
na ị ga-ewelite ilu a megide
eze nke [a]Babịlọn, ma sị: Lee
otu onye-ọchịchị-aka ike siri
kwụsị, obodo-ukwu nke ọla-edo
akwụsị!
5 Onye-nwe agbajiwo mkpa-
n'aka nke ndị-ajọọ-omume,
okporo nile nke ndị ọchịchị nile.
6 Ya bụ onye merụrụ ha arụ
n'iwe ọkụ site n'iti ha ihe na-
esepụghị aka, ya bụ onye chịrị
mba nile n'iwe, a na-esogbu ya,
ma ọdịghị onye ga-egbochị.
7 Ụwa nile ezuwo ike, ma daa
jụụ; ha etipụwo mkpu [a]abụ.
8 E, [a]osisi fir nile na-añụrị
n'ihi gị, na kwa osisi cedar nile
nke Lebanọn, na-asị: Site n'oge
[b]atọgbọworo gị n'ala ọ dịghị
[c]onye-ogbu-osisi biliteworo
imegide anyị.
9 [a]Ala-mụọ site n'okpuru ka e
meworo ka ọ pụọrọ gị ịbịakwu-
te gị n'ọbịbịa gị; ọ na-akpọlite
[b]ndị nwụrụ-anwụ n'ihi gị; ọbụ-
na ndị nile bụ ndị a ma-ama nke
ụwa; o kulitewo site n'oche-eze
ha ndị eze nile nke mba nile.
10 Ihe nile ha ga-ekwu na-asị
gị: Ị bụrụwo onye-na-adịghị ike
dịka anyị? Ị dịwokwa ka anyị?
11 Oke ịma mma gị ka e ewe-
datara ala ruo n'ili; adịghị anụ
kwa mkpọtụ nke une gị ọzọ;
ikpuru ka agbasaworo n'okpuru
gị, ma ịkpuru ndị a kpuchiri gị:
12 [a]Lee otu i si daa site n'elu-
igwe, O [b]Lusịfa, nwa nwoke nke
ụtụtụ! E gbudawo gị n'ala, gị
onye mere ka ike gwụ mba nile!
13 N'ihi na i sịwo n'obi gị:
[a]Aga m arịgoro n'ime elu-igwe,
aga m ebuli oche-eze m elu
karịa kpakpando nile nke
Chineke; aga m anọdu kwa
n'elu ugwu nke igwe ndị ọgba-
kọ, n'akụkụ nile nke [b]elu elu.
14 Aga m arịgoro n'ebe di elu
karịa igwe ojii nile; aga m adị
ka onye-kachasị ihe nile elu.
15 Mana, a ga-eweda gị n'ala
mụọ, n'akụkụ nile nke [a]olulu
ahụ.
16 Ndị na-ahụ gị [a]ga-elekwasị
gị anya nke-nke, ma ha ga-atule
gị, ma ha ga-asị: Nke a ọ bụ
nwoke ahụ nke mere ka ụwa
maa jijiji, nke kwaghariri ọtụtụ
ala-eze?
17 Ma mee ụwa ka ọ dịka
ọzara, ma bibie obodo-ukwu
nile dị n'ime ya, ma o megheghị
ụlọ nke ndị mkpọrọ ya?
18 Ndị eze nile nke mba nile, e,

3*a* Josh. 1:13; OznỌd. 84:24.
4*a* NGAN Babilọn, Bebel.
7*a* Aisa. 55:12.
8*a* HIB Osisi cypress.
*b* NB n'ọnwụ.
*c* HIB onye-ogbu (-osisi) a bịabeghị megide anyi.
9*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* NB Mụọ nile a napụworo arụ.
12*a* OznỌd. 76:26.
*b* HIB Kpakpando ụtụtụ nwa nwoke nke chi-ọbụbọ. Onye ọchịchị nke ajọ ụwa ahu (Babịlọn) ka a na-ekwu maka ya dịka Lusifa, onye ọchịchị nke ajọọ omume dum. NGAN Ekwensu; Lusifa.
13*a* Moses 4:1–4.
*b* NB Ebe obibi nke chi nile dịka okwukwe ndị Babịlọn siri dị. Abụọma 48:2.
15*a* 1 Nif. 14:3.
16*a* HIB Chaghari anya na gị na chigha azụ n'elu gị.

ha nile, dina n'otuto, onye ọbụla
n'ime ha [a]n'ụlọ nke aka ya.
19 Mana a tụpụrụ gị site n'ili gị
dịka [a]ngalaba ihe-arụ, na ndị nke
fọdụrụ egbuworo, ndị e ji mma
agha dupuo, ndị na-agbada ru
[b]n'okwute nile nke olulu ahụ;
dịka ozu a na azọgide ụkwụ.
20 A gaghị ejikọta gị na ha n'o-
lili, n'ihi na ibibiwo ala gị ma
gbuo ndị gị; [a]mkpụrụ nke [b]ndị
ajọọ-omume ka anagaghị enye
ugwu.
21 Dozie ebe ogbugbu maka
ụmụ ya n'ihi [a]ajọọ-omume nile
nke ndị nna ha, ka ha ghara
ibilite, ma-ọbụ nwere ala ahụ,
ma-ọbụ jiri obodo ukwu nile
wujuo iru elu ụwa.
22 N'ihi na aga m ebili megide
ha, ka Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha kwuru, ma bepụ
site na Babịlọn aha [a]ahụ, na ndị
fọdụrụ, na nwa nwoke, na [b]nwa
nwoke nke nwanne, ka Onye-
nwe kwuru.
23 Aga kwa m eme ya [a]ihe
onwunwe nke ụmụ nnụnụ, na
ọdọ nile nke mmiri; ma a ga m
eji [b]azịza nke mbibi zachapụ ya,
ka Onye-nwe nke usuu nile nke
ndị-agha kwuru.
24 Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha añụwo iyi, na-asị:
N'ezie dịka m cheworo otu a
ka ọ ga-esi mezuo; ma dịka m
zubeworo, otu a ka ọ ga-eguzo.
25 Na m ga-akpọta ndị [a]Asirịa
n'ime ala m, na n'elu [b]ugwu m
nile zọpịa ya n'okpuru ụkwụ m;
mgbe ahụ ka [c]ihe nkedo ya ga-
esi n'ebe ha nọ pụọ, ma ibu-arọ
ya si n'elu ubu ha nile pụọ.
26 Nke a bụ nzube ahụ nke
ezubere n'elu ụwa nile; ma nke
a bụ aka ahụ nke esetịpụrụ
n'elu [a]mba nile.
27 N'ihi na Onye-nwe nke
usuu nile nke ndị-agha ezube-
wo, ma onye ga-agbanwe ya?
Ma aka ya esetịpụwo, ma onye
ga-achụghachị ya azụ?
28 N'ime [a]afọ nke eze [b]Ahaz
nwụrụ ka ibu-arụ a dị.
29 Añụrịla ọñụ, gị Palestaịna
dum, n'ihi na okporo nke onye a
tiri gị ihe a gbajiwo; n'ihi na site
na mgbọrọgwụ agwọ ka agwọ
ọjọọ ga-esi pụta, ma mkpụrụ ya
ga-abụ agwọ-ofufe dị ọkụ.
30 Ma nwa-mbụ nke onye-
ogbenye ga-eri ihe, ma ndị mkpa
na-akpa ga-edịna ala na nche-
kwa; ma aga m eji oke ụnwụ
gbuo mgbọrọgwụ gị, ma ọ ga-
egbu ndị gị fọdụrụ.
31 Tisie ike, O ọnụ-ụzọ-ama;
bee akwa, O obodo-ukwu; gị

18*a* NB ili ezi na ụlọ ya.
19*a* NB Otu alaka a jụrụ ajụ, e bechapụrụ na tufuo.
*b* NB n'ike nke ya kọpm kwem.
20*a* Abụọma 21:10–11; 37:28.
*b* NGAN Ajọọ, Ajọọ Omume.
21*a* Ọpụ. 20:5.
22*a* Ilu 10:7.
*b* Job 18:19.
23*a* Aisa. 34:11–15.
*b* M-Ọ azịza.
25*a* Isi-okwu ahụ gafere na mbuso agha Asiria na ọdịda n'ime Juda, 701 tutu a mụọ Kraịst (ama-okwu nile 24–27). 2 Ndez. 19:32–37; Aisa. 37:33–38.
*b* NB Ugwu nile nke Juda na Israel.
*c* Aisa. 10:27.
26*a* NB Emesiarị mba nile nke anụ-arụ ka a ga-akwatu otua.
28*a* NB Ihe dịka 720 tutu a mụọ Kraịst, ibu arọ nke a ma-ọbụ ozi nke mbibi ka e buru na amuma banyere ndị Filistia, ebe Juda ga anọ na nchedo.
*b* 2 Ndez. 16:20.

Palestaịna dum, a gbariwo gị; n'ihi na anwụrụ ọkụ ga-esi n'elu-elu bịa, ma ọdịghị onye ọbụla ga-anọ nanị ya n'oge nile nke ya a kara aka.

32 Mgbe ahụ gịnị ka ndị-ozi nile nke mba nile ga-aza? Na Onye-nwe ewusịwo [a]Zaịọn ike, ma [b]ndị ogbenye nke ndị ya [c]ga-atụkwasị ya obi.

## ISI 25

*Nifaị wee na-añụrị-ọñụ n'ime ka ihe doo anya—Amụma nile Aịsaịa buru ka a ga-aghọta n'ụbọchị ndị-ikpe-azụ—Ndị Juu ga-alaghachị site na Babịlọn, kpọgide Mesaịa ahụ n'obe, ma bụrụ ndị aga ekposasị na ndị a ga-eti otiti ihe—A ga-akpọtaghachị ha mgbe ha kwere na Mesaịa ahụ—Ọ ga-ebu ụzọ bịa mgbe o meworo narị afọ isii ka Lihaị hapụrụ Jerualem—Ndị Nifaị na-edebe iwu nke Moses ma kwere na Kraịst, onye bụ Onye-Nsọ nke Israel. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua mụ, Nifaị, na-ekwu okwu ole na ole gbasara okwu nile ndị m deworo, bụ ndị e deworo site n'ọnụ Aịsaịa. N'ihi na lee, Aịsaịa kwuru ọtụtụ ihe ndị nke siiri ọtụtụ ndị m [a]ike nghọta; n'ihi na ha amataghị ihe gbasara ụdị ibu-amụma dị n'etiti ndị Juu.

2 N'ihi na mụ, Nifaị, ezibeghị ha ọtụtụ ihe gbasara agwa ndị Juu; n'ihi na [a]ọrụ ha nile bụ ọrụ nke ọchịchịrị, ma omume ha nile bụ omume rụrụ arụ.

3 Ya mere, ana m e dere ndị m, degara ndị nile ga-enweta ma emesịa ihe ndị a nke m na-ede, ka ha wee mata ikpe nile nke Chineke, na ha ga-abịakwasị mba nile, dịka okwu nke o kwuworo siri dị.

4 Ya mere, ñaa ntị, O ndị m, bụ ndị nke ụlọ nke Israel, ma gee ntị n'okwu m nile; ọ bụ n'ihi na okwu nile nke Asaịa edoghị unu anya, otu o sila dị ha doro ndị nile bụ ndị jupụtara na [a]mụọ nke [b]ibu-amụma anya. Mana ana m enye unu amụma, dịka [c]mụọ ahụ nke dị n'ime m; ya mere, aga m ebu-amụma dịka ido-anya ahụ siri dị nke nọworo n'ime m site n'oge ahụ m si Jerusalem pụta mụ na nna m; n'ihi na lee, mkpụrụ-obi m na-enwe mmasị n'ikwu okwu di mfe nghọta nye ndị m, ka ha wee mụta.

5 E, ma mkpụrụ-obi m na-enwe mmasị n'okwu nile nke [a]Aịsaịa, n'ihi na esị m na Jerusalem pụta, ma anya m abụọ ahụwo ihe nile nke [b]ndị Juu, ma ama m na ndị Juu nile na-aghọta ihe nile nke ndị-amụma, ma ọdịghị ndị ọzọ na-aghọta ihe nile ndị a gwara ndị Juu dịka ha n'onwe ha, ma ọbụghị na akụziri ha n'ụdị nke ihe ndị Juu nile.

6 Mana lee, mụ, Nifaị, ezibeghị ụmụ m ihe n'ụdị nke ndị Juu;

32*a* ngan Zaịọn.
*b* Zef. 3:12.
*c* m-ọ chọọ ebe mgbaba n'ime ya.
**25** 1*a* 2 Nif. 25:5–6.
2*a* 2 Ndez. 17:13–20.
4*a* ngan Mụọ Nsọ.
*b* ngan Buo Amụma, Ibu-amụma.
*c* 2 Nif. 31:3; 33:5–6; Jekọb 4:13.
5*a* 1 Nif. 19:23; 3 Nif. 23:1.
*b* ngan Ndị Juu.

mana lee, mụ, n'onwe m, ebiwo
na Jerusalem, ya mere ama m
ihe gbasara mpaghara nile gbara
ebe ahụ gburu-gburu; ma ekwu-
teworo m ụmụ m ihe gbasara
ikpe nile nke Chineke, bụ ndị
[a]mezuworo n'etiti ndị Juu, kwu-
tekwara ụmụ m, dịka ihe nile
nke Aịsaịa kwuworo, ma anaghị
m ede ha.
7 Mana lee, ana m aga n'iru
n'ibu-amụma nke m, dịka o siri
[a]doo m anya; nke mere na ama
m na ọdịghị onye ga-ejehie; otu
o sila dị, n'ụbọchị nile nke amụ-
ma nile nke Aịsaịa ga-emezu,
ndị mmadụ ga-amata n'ezie,
n'oge nile mgbe ha ga-emezu.
8 Ya mere, ha [a]bara uru ihe
nye ụmụ nke mmadụ, ma onye
ọbụla nke na-eche na ha adịghị,
ọbụ ha ka m ga-agwa n'onwe
ha, ma debere [b]ndị nke m okwu
ndị a; n'ihi na a ma m na ha
ga-abara ha nnukwu uru [c]n'ụ-
bọchị ikpe-azụ; n'ihi na n'ụbọ-
chị ahụ ka ha ga-aghọta ha; ya
mere, n'ihi ọdịmma nke ha ka
m deworo ha.
9 Ma dịka [a]ebibiworo otu ọgbọ
n'etiti ndị Juu n'ihi ajọọ-omume,
ọbụna otu a ka ebibiworo ha
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ dịka
ajọọ-omume ha nile siri di; ma
ọdịghị mgbe ebibiworo onye
ọbụla n'ime ha ma ọbụghị na e
[b]buru-ụzọ gwa ha site n'ọnụ
ndị-amụma nile nke Onye-nwe.
10 Ya mere, a gwawo ha rịị
gbasara mbibi nke ga-abịakwasị
ha, ozigbo ahụ nna m hapụrụ
Jerusalem; otu o sila dị, ha
mesịrị obi ha ike; ma dịka ibu
amụma m [a]ebibiwo ha, ma ọbụ-
ghị ndị ahụ [b]adọkpụụrụ n'agha
baa na Babịlọn.
11 Ma ugbua nke a ka m na-
ekwu n'ihi mụọ ahụ nke dị
n'ime m. Ma na-agbanyeghị na
akpọpụwo ha, ha ga-alaghachị
ọzọ, ma nwere ala Jerusalem;
ya mere, aga [a]akpọtaghachị ha
ọzọ n'ala nke nketa ha.
12 Mana, lee, ha ga-enwe ọtụtụ
agha nile, na asịrị agha nile,
ma mgbe ụbọchị ahụ ga-abịa
na [a]Onye Nna Mụtara Nanị ya,
e, ọbụna Nna nke elu-igwe na
ụwa, ga-egosịpụtara ha onwe
ya n'anụ arụ, lee, ha ga ajụ ya,
n'ihi ajọọ-omume ha, na isi-ike
nke obi ha nile, na ịkpọ-nkụ nke
ekwe ha nile.
13 Lee, [a]ha ga-akpọgide ya
n'obe; ma mgbe e tinyeworo ya
[b]n'ili mkpụrụ [c]ụbọchị atọ, ọ
ga-esi na ndị nwụrụ anwụ
[d]bilie, jiri ọgwụgwọ na nku ya
nile; ma ndị nile kwere n'aha ya
ka a ga-azọpụta n'ala-eze nke
Chineke. Ya mere, mkpụrụ-obi
m nwere mmasị n'ibu amụma

6*a* 2 Nif. 6:8;
Hil. 8:20–21.
7*a* 2 Nif. 32:7;
Alma 13:23.
8*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụwọ-nsọ nile.
*b* Inọs 1:13–16;
Mọm 5:12–15;
OznỌd. 3:16–20.
*c* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
9*a* Jer. 39:4–10;
Mat. 23:37–38.
*b* Emọs 3:7; 1 Nif. 1:13.
10*a* 1 Nif. 7:13; 2 Nif. 6:8;
Omnai 1:15;
Hil. 8:20–21.
*b* 2 Ndez. 24:14;
Jer. 52:3–16.
11*a* Ezra 1:1–4; Jer. 24:5–7.
12*a* NGAN A Mụrụ Nanị Ya.
13*a* Luk 23:33.
*b* Jọn 19:41–42;
1 Nif. 19:10.
*c* Luk 24:6–7;
Mosa. 3:10.
*d* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.

gbasara ya, n'ihi na a [e]hụwo m
ụbọchị ya, ma obi m na-ebuli
aha nsọ ya elu.
14 Ma lee ọ ga-eru na mgbe
[a]Mesaịa ahụ siworo n'ọnwụ
bilie, ma gosipụtara ndị ya
onwe ya, nye ndị nile ga-ekwe-
re n'aha ya, lee, Jerusalem ka
a [b]ga-ebibi ọzọ; n'ihi na ahụhụ
na-adịrị ha bụ ndị na-alụso
Chineke ọgụ na ndị nke nzukọ-
nsọ ya.
15 Ya mere, [a]ndị Juu ka a
[b]ga-ekposasị n'etiti mba nile; e,
na kwa [c]Babịlọn ka a ga-ebibi:
ya mere, ndị Juu ka ndị mba
ọzọ ga-ekposasị.
16 Ma mgbe ekposasịworo ha,
ma Onye-nwe Chineke ticha-
woro ha ihe otiti site n'aka mba
ndị ọzọ n'ọtụtụ ọgbọ, e, ọbụna
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ ruo
mgbe a ga-eme ka ha [a]kwere na
Kraịst, Ọkpara nke Chineke, na
aja mgbaghara mmehie ahụ,
nke n'enweghị oke n'ihi mma-
dụ nile — ma mgbe ụbọchị ahụ
ga-abịa mgbe ha ga-ekwere na
Kraịst, ma fee Nna n'aha ya,
n'obi n'enweghị ntụpọ na aka
dị ọcha, ma ghara ilekwa anya
n'iru ọzọ maka Mesaịa ọzọ,
mgbe ahụ, n'oge ahụ, ụbọchị
ga-abịa mgbe ọ ga-adịrịrị mkpa
na ha ga-ekwere ihe ndị a nile.
17 Ma Onye-nwe ga-edozi aka
ya ọzọ nke ugbọrọ abụọ iji
[a]kpọghachị ndị ya site n'ọnọdụ
ofufu na ọdịda nke ha. Ya mere,
ọ ga-aga n'iru ịrụ [b]ọrụ dị ịtụ-
n'anya na ihe iju anya n'etiti
ụmụ nke mmadụ.
18 Ya mere, ọ ga-ewepụta
[a]okwu ya nile nye ha, bụ
okwu ndị nke [b]ga-ekpe ha ikpe
n'ụbọchị ikpe-azụ, n'ihi na a
ga-enye ha okwu ndị a maka
ime ka ha [c]kwenye na Mesaịa
ahụ bụ ezi-okwu, onye ha jụrụ
ajụ; ma ruo n'ime ka ha kwe-
nye na ha ekwesịghị ile anya
ọzọ maka Mesaịa ga-abịa, n'ihi
na ọdịghị ọzọ ga-abịa, ma
ọbụghị ma-ọbụ [d]Mesaịa ụgha
nke ga-aghọgbu ndị mmadụ;
n'ihi na enwere nanị otu
Mesaịa e kwuru maka ya site
n'ọnụ ndị-amụma nile, ma
Mesaịa ahụ bụ nke ahụ ndị Juu
ga-ajụ ajụ.
19 N'ihi na dịka okwu nile
nke ndị-amụma siri dị, [a]Mesaịa
ahụ na-abịa n'ime [b]narị afọ isii
site n'oge ahụ nna m hapụrụ
Jerusalem; ma dịka okwu nile
nke ndị-amụma siri dị, na kwa
okwu nke [c]mụọ-ozi nke Chineke,
aha ya ga-abụ Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke.
20 Ma ugbua, ụmụnne m,
ekwuwo m okwu otu unu ga-
aghọta ka unu ghara imehie. Ma

13*e* 1 Nif. 11:13–34.
14*a* NGAN Mesaia.
*b* Luk 21:24; JS—Mat. 1:1–18.
15*a* NGAN Ndị Juu.
*b* Neh. 1:8–9; 2 Nif. 10:6.
*c* NGAN Babilọn, Bebel.
16*a* 2 Nif. 10:6–9; 30:7; Mọm 5:14.
17*a* 2 Nif. 21:11–12; 29:1. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
*b* Aisa. 29:14; 2 Nif. 27:26; 3 Nif. 28:31–33.
18*a* 2 Nif. 29:11–12; 33:11, 14–15.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*c* 2 Nif. 26:12–13.
*d* NGAN Imegide Kraịst.
19*a* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
*b* 1 Nif. 10:4; 3 Nif. 1:1, 13.
*c* 2 Nif. 10:3.

dịka Onye-nwe Chineke na-adị
ndụ nke [a]kpọpụtara ụmụ Israel
site n'ala Ijipt, ma nye Moses ike
na o kwesịrị [b]ịgwọ mba ndị ahụ
nile mgbe agwọ ọjọọ ahụ nile
taworo ha, ma ọbụrụ na ha ga-
elekwasị anya ha [c]n'agwọ ahụ
nke o weliteworo elu n'iru ha,
ma o nyekwara ya ike ka o tie
[d]nkume ma mmiri ga-agbapụta,
e, lee asị m unu, na dịka ihe ndị
a bụ ezi-okwu, na dịka Onye-
nwe Chineke na-adị ndụ, ọdịghị
[e]aha ọzọ e nyere n'okpuru elu-
igwe ma ọbụghị Jisus Kraịst a,
nke m kwuworo okwu maka ya,
ebe a ga-esite nwe-ike ịzọpụta
mmadụ.
21 Ya mere, n'ihi nke a ka
Onye-nwe Chineke kweworo
m nkwa na ihe ndị a nile m
[a]na-ede ka a ga-edebe ma che-
kwaa, ma nyefee ya mkpụrụ-afọ
m, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ, ka
enwe ike mezuo nkwa ahụ nye
Josef, ka mkpụrụ-afọ ya [b]ghara
ịla n'iyi dịka ogologo oge ụwa
ga-adịgide.
22 Ya mere, ihe ndị a ga-aga
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ dịka ụwa
ga-adịgide ma ha ga-aga dịka
ọchịchọ na mmasị nke Chineke
siri dị; ma mba nile ndị ga-enwe
ha ka a ga-eji ha [a]kpee ha ikpe
dịka okwu nile nke e dere ede
siri dị.
23 N'ihi na anyị na-arụsi ọrụ
ike idepụta, [a]ikuziri ụmụ anyị,
na kwa ụmụnne anyị, ka ha
kwere na Kraịst, na ime udo
n'ebe Chineke nọ; n'ihi na anyị
ma na ọ bụ site [b]n'amara ka a
ga-azọpụta anyị, [c]mgbe anyị
mesịworo ihe nile anyị nwere
ike ime.
24 Ma, ọbụnadị na anyị kwere
na Kraịst, anyị [a]na-edebe iwu
Moses, ma na-elegide anya n'i-
kwusike n'ebe Kraịst nọ, wee
ruo mgbe a ga-emezu iwu ahụ.
25 N'ihi na, ọ bụ n'ihi maka
nke a ka e jiri nye [a]iwu ahụ; ya
mere iwu ahụ aghọwo ihe
[b]nwụrụ anwụ n'ebe anyị nọ,
ma e mere ka anyị dị ndụ n'ime
Kraịst n'ihi okwukwe anyị;
mana anyị na-edebe iwu ahụ
n'ihi iwu-nsọ nile.
26 Ma anyị [a]na-ekwu maka
Kraịst, anyị na-añụrị-ọñụ n'ime
Kraịst, anyị na-ekwusa maka
Kraịst, anyị [b]na-ebu amụma
maka Kraịst, ma anyị na-ede
dịka ibu amụma anyị nile siri
dị, ka [c]ụmụ anyị wee mata ebe
ha ga-esi wee lee anya maka
[d]nsachapụ nke mmehie ha nile.
27 Ya mere, anyị na-ekwu

20*a* Ọpụ. 3:7–10;
1 Nif. 17:24, 31; 19:10.
*b* Jọn 3:14; 1 Nif. 17:41.
*c* Ọnọgụ. 21:8–9;
Alma 33:19;
Hil. 8:14–15.
*d* Ọpụ. 17:6;
Ọnọgụ. 20:11;
1 Nif. 17:29; 20:21.
*e* Hosea 13:4;
Ọlndoz. 4:10–12;
Mosa. 5:8; Moses 6:52.
NGAN Onye-nzọpụta.
21*a* 2 Nif. 27:6–14.
*b* Emọs 5:15; 2 Nif. 3:16;
Alma 46:24–27.
22*a* 2 Nif. 29:11; 33:10–15;
3 Nif. 27:23–27.
23*a* NGAN Nwa-ntakịrị,
Ụmụ-ntakịrị.
*b* Ndi Rom 3:23–24;
2 Nif. 2:4–10;
Mosa. 13:32;
Alma 42:12–16;
OznỌd. 138:4.
NGAN Amara.
*c* Jemes 2:14–26.
NGAN Ọrụ nile.
24*a* Jekọb 4:4–5.
25*a* NGAN Iwu nke Moses.
*b* Ndi Rom 7:4–6.
26*a* Jekọb 4:12;
Jarọm 1:11;
Mosa. 3:13.
*b* Luk 10:23–24.
*c* NGAN Nwa-ntakịrị,
Ụmụ-ntakịrị.
*d* NGAN Nsachapụ nke
Mmehie nile.

gbasara iwu ka ụmụ anyị wee
mata ịnwụ-anwụ nke iwu ahụ;
ma ha, site n'ịmata ịnwụ-anwụ
nke iwu ahụ, ga-elekwasị anya
na ndụ ahụ nke dị n'ime Kraịst,
ma mata ihe e jiri nye iwu ahụ.
Ma mgbe iwu ahụ mezuworo
n'ime Kraịst, ka ha ghara imesi
obi ha ike megide ya mgbe oge
zuru a ga-ewezuga iwu ahụ.
28 Ma ugbua lee, ndị m, unu
bụ [a]ndị na-akpọ-ekwe-nkụ; ya
mere, a gwawo m unu okwu otu
unu ga-aghọta, na unu enweghị
ike ịghọtahịe. Ma okwu nile ndị
m kwuworo ga-eguzoro dịka
ihe [b]ịgba-ama megide unu; n'ihi
na ha zuru iji [c]kuziere onye ọbụ-
la ezi ụzọ; n'ihi na ezi ụzọ ahụ
bụ ikwere na Kraịst ma ghara
ịgọnarị ya; n'ihi na site na
ịgọnarị ya unu na-agọnarị kwa
ndị-amụma nile na iwu.
29 Ma ugbua lee, a na m agwa
gị na ezi ụzọ ahụ bụ ikwere na
Kraịst, ma ghara ịgọnarị ya; ma
Kraịst bụ Onye-Nsọ nke Israel;
ya mere unu ga-akpọ isi-ala
n'iru ya, ma na-efe ya site [a]n'ike,
uche, na ume unu nile, na
mkpụrụ-obi unu nile; ma ọbụrụ
na unu ga-eme nke a onweghị
ihe ga-eme ka achụpụ unu.
30 Ma, ọbụrụraa na ọ ga-adị
mkpa, unu ga-edebezu ihe nile
asị unu mee na [a]emume-nso nile
nke Chineke ruo mgbe iwu ahụ
ga-abụ ihe emezuru emezu bụ
nke e nyere Moses.

ISI 26

*Kraịst ga-ekwusara ndị Nifaị ozi-ọma—Nifaị wee hụ mbibi nke ndị ya n'oge—Ha ga-ekwu okwu site n'uzuzu—Ndị Jentaịlụ ga-ewulite ọtụtụ nzukọ ụgha na ntụgwa nzuzo nile—Onye-nwe wee gbochịe ndị mmadụ ime nchụ-aja aghụghọ. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MA mgbe Kraịst [a]ga-ebilitewọ-
rịị n'ọnwụ ọ [b]ga-egosị unu onwe
ya, ụmụ m, na ụmụnne m nwo-
ke ndị m hụrụ n'anya; ma okwu
ndị ahụ ọ ga-agwa unu ga-abụ
[c]iwu nke unu ga-eme.
2 N'ihi na lee, asị m unu na
ahụwo m na ọtụtụ ọgbọ ga-aga-
fe, na a ga-alụ ọtụtụ nnukwu
agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile
n'etiti ndị m.
3 Ma mgbe Mesaịa ahụ ga-
abịawọrịị, a ga-enwe ọtụtụ [a]ihe
iriba-ama a ga-enye ndị m maka
[b]ọmụmụ ya, na kwa maka ọnwụ
ya na mbilite-n'ọnwụ ya, ma ọ
ga-abụ nnukwu na ụbọchị dị
egwụ nye ndị ajọọ-omume, n'ihi
na ha ga-ala-n'iyi, ma ha na-ala
n'iyi n'ihi na ha chụpụrụ ndị-
amụma nile na ndị-nsọ nile, ma
tụọ ha okwute, ma gbuo ha; ya
mere akwa nke [c]ọbara ndị nsọ
nile ga-agbagoru Chineke site
n'ala megide ha.
4 Ya mere, ndị mpako nile, na
ndị na-eme ajọ-omume, ụbọchị

28*a* Mosa. 3:14.
*b* NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
*c* 2 Nif. 33:10.
29*a* Deut. 6:5; Mak. 12:29–31.
30*a* NGAN Emume-nsọ nile.
**26** 1*a* 3 Nif. 11:1–12.
*b* 1 Nif. 11:7; 12:6.
*c* 3 Nif. 15:2–10.
3*a* 1 Nif. 12:4–6. NGAN Iriba-ama.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
*c* Jen. 4:10; 2 Nif. 28:10; Mọm 8:27.

nke na-abịa [a]ga-akpọ ha ọkụ,
otu a ka Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha kwuru, n’ihi
na ha ga-adị ka mkpirisi-osisi
refọrọ-erefọ.
5 Ma ndị ahụ na-egbu ndị-
amụma, na ndị nsọ nile, omimi
nile nke ụwa [a]ga-elo ha, otu
a ka Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha kwuru; ma
[b]ugwu ukwu nile ga-ekpuchi
ha, ma ufufe gburu-gburu nile
ga-ebupu ha, ma ụlọ ga-adagi-
de ha ma kurisie ha irighiri
irighiri ma gwerie ha ka ha
ghọọ ntụ.
6 Ma a ga-eji egbe-elu-igwe leta
ha, na amụma nile, na ala-ọma-
jijiji nile, na ụdị mbibi nile dị
iche iche, n’ihi na ọkụ nke iwe
nke Onye-nwe ka a ga-emenwu
megide ha, ma ha ga-adị ka
mkpirisi-osisi refọrọ erefọ, ma
ụbọchị nke na-abịa ga-erechapụ
ha, otu a ka Onye-nwe nke usuu
nile nke ndị-agha kwuru.
7 O mgbu ahụ, na nnukwu
mgbu nke mkpụrụ-obi m n’ihi
ntufu nke ogbugbu nke ndị m!
N’ihi na mụ, Nifaị, ahụwo ya,
ma ọ fọdụrụ ntakịrị ka oregbuo
m n’iru nke Onye-nwe; mana a
ga m ebeku Chineke m: Ụzọ Gị
nile [a]zịrị-ezi.
8 Ma lee, ndị ezi-omume ndị
na-aña-ntị n’okwu nile nke
ndị-amụma, ma ghara ibibi ha,
ma lekwasị anya na Kraịst na
nkwụsi ike n’ihi ihe ịrịba-ama
nile bụ ndị e nyeworo, na-
agbanyeghị [a]nsogbu nile — lee,
ha bụ ndị [b]na-agaghị ala-n’iyi.
9 Mana Ọkpara nke Ezi-omu-
me [a]ga-apụtakwute ha; ma ọ
[b]ga-agwọ ha, ma ha ga-enwe
[c]udo ha na ya, wee ruo mgbe
[d]ọgbọ atọ gafesịworo, ma ọtụtụ
n’ime [e]ọgbọ nke anọ ga-agafewo
n’ezi-omume.
10 Ma mgbe ihe ndị a nile
ga-agafewọrịị, [a]mbibi dị ọsọ ọsọ
ga-abịakwasị ndị m; n’ihi na na-
agbanyeghị ihe mgbu nile nke
obi m, a hụwo m ya; ya mere,
a ma m na ọ ga-emezu; ma ha
na-ere onwe ha n’ihe efu; n’ihi
na, maka ọkwụkwụ-ụgwọ nke
nganga ha na nzuzu ha, ha ga-
aghọta mbibi; n’ihi na maka ha
na-ekwenyere ekwensu ahụ ma
na-ahọrọ ọrụ nile nke ọchịchịrị
karịa ìhè, ya mere, ha ga-agba-
darịrị [b]n’ala mụọ.
11 N’ihi na Mụọ nke Onye-nwe
agaghị [a]anọgide ya na mmadụ
oge nile. Ma mgbe Mụọ ahụ
kwụsịrị inọnyere mmadụ, mgbe
ahụ ka mbibi ọsọ ọsọ ga-abịa, ma
nke a na-ewute mkpụrụ-obi m.
12 Ma dịka m kwuru gbasara
ime ka ndị [a]Juu [b]kwenye, na
Jisus bụ [c]Kraịst ahụ, ọ ga-adị-
kwa mkpa na ndị Jentaịlụ
ga-ekwenye kwa na Jisus bụ

4*a* 3 Nif. 8:14–24; 9:3, 9.
5*a* 1 Nif. 19:11;
3 Nif. 10:14.
*b* 3 Nif. 8:10; 9:5–8.
7*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
8*a* NGAN Inye Nsogbu,
Mkpagbu.
*b* 3 Nif. 10:12–13.
9*a* 3 Nif. 11:8–15.
*b* 3 Nif. 17:7–9.
*c* 4 Ne. 1:1–4.
*d* 1 Nif. 12:11–12;
3 Nif. 27:30–32.
*e* Alma 45:10–12;
Hil. 13:9–10.
10*a* Alma 45:9–14;
Mọm 8:1–9.
*b* NGAN Ala-mụọ.
11*a* Ita 2:15.
12*a* 2 Nif. 25:18.
*b* 2 Nif. 30:7;
Mọm 5:14.
NGAN Ndị Juu.
*c* Mọm 3:21.

Kraịst ahụ, bụ Chineke nke
mgbe Ebighi-ebi;
13 Ma na ọ na-egosipụta onwe
ya nye ndị nile kwere na ya,
site n'ike nke [a]Mụọ Nsọ; e, nye
mba nile, ebo, asụsụ na mmadụ
nile, na-arụ ọrụ-ebube nile siri
ike, ihe iriba-ama nile, na ihe-
ebube nile, n'etiti ụmụ nke
mmadụ dịka okwukwe ha siri dị.
14 Ma lee, a na m eburu gị
amụma gbasara [a]ụbọchị ikpe-
azụ nile; gbasara ụbọchị ndị
ahụ mgbe Onye-nwe Chineke
[b]ga-ewepụta ihe ndị a nile nye
ụmụ nke mmadụ.
15 Mgbe mkpụrụ-afọ m na
mkpụrụ-afọ nke ụmụnne m ga-
adaghachị-azụ n'ekweghị ekwe,
ma bụrụ ndị etigburu site n'aka
ndị Jentaịlụ; e, mgbe Onye-nwe
Chineke ka binyeworo onwe
ya gburu-gburu imegide ha, ma
were ugwu bịakwasị ha ma we-
lite ebe arụsịrị-ike elu megide
ha; ma mgbe a ka budataworo
ha daruo ala n'ime uzuzu, ọbụ-
na ruo na ha-anọghịkwa, ma na
okwu nile nke ndị ezi-omume
ka a ga-ede, ma ekpere nke ndị
nwere okwukwe ka a ga-anụ,
ma ndị nile na-adaghachị laa
azụ n'ekweghị ekwe agaghị
echefu ha.
16 N'ihi na ndị a ga-ebibi
[a]ga-agwa ha okwu site n'ime ala,
ma olu-okwu ha ga-adị ala site
n'ime uzuzu, ma olu ha ga-adị
ka nke onye nwere mụọ adị mbụ
mara amara; n'ihi na Onye-nwe
Chineke ga-enye ya ike, ka o
wee gbaa-izu gbasara ha, ọbụna
dịka o si n'ime ala; ma olu okwu
ha ga-agba-izu site n'uzuzu.
17 N'ihi na otu a ka Onye-nwe
Chineke kwuru: [a]Ha ga-ede ihe
nile ndị a ga-eme n'etiti ha,
ma a ga-ede ma rachie ha n'ime
akwụkwọ, ma ndị ahụ na-ala-
ghachị azụ n'ekweghị ekwe a
gaghị enweta ha, n'ihi na ha
[b]na-achọ ibibi ihe nke Chineke
nile.
18 Ya mere, dịka ndị ebibiworo,
ebibiworiị ha ọsọ-ọsọ; ma igwe
ndị ha ndị dị oke egwu ga-adị
ka [a]afụrụ na-agafe agafe — e, otu
a ka Onye-nwe Chineke kwuru:
Ọ ga-abụ n'otu ntabi-anya, na
mberede —
19 Ma ọ ga-eru, na ndị ahụ
na-ala azụ n'ekweghị ekwe ka a
ga-eme ka ha [a]taa ahụhụ site
n'aka ndị Jentaịlụ.
20 Ma ndị Jentaịlụ na-ebuli
onwe ha elu na [a]mpako nke
anya ha, ma ha [b]akpọbiwo ụkwụ,
n'ihi ịdị ukwuu nke [c]osisi
mkpọbi-ụkwụ ha, ka ha wuli-
teworo otutụ [d]nzụkọ; otu o
sila dị, ha na-eweda ike na ọrụ
ebube nke Chineke, ma na-
ekwusalite nye onwe ha, ama-
mihe nke onwe ha [e]na mmụta

13*a* NGAN Mụọ Nsọ.
14*a* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
*b* NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
16*a* Aisa. 29:4; Moro. 10:27; Moses 7:62.
NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
17*a* 2 Nif. 29:12.
*b* Inọs 1:14.
18*a* Mọm 5:16–18.
19*a* 3 Nif. 16:8–9; 20:27–28.
20*a* NGAN Mpako.
*b* 1 Nif. 13:29, 34. NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*c* Ezik. 14:4.
*d* 1 Nif. 14:10; 22:23; Mọm 8:28.
*e* Mọm 9:7–8; 2 Nif. 9:28.

nke onwe ha, ka ha wee nweta
uru ma [f]gwerie n'elu iru ndị
ogbenye.
21 Ma e nwere ọtụtụ ụlọ-nzukọ
e wuru, ndị na-akpata [a]ntaji-
anya, na esem-okwu, na echi-
che-ọjọọ.
22 Ma e nwekwara [a]ntụgwa-
nzuzo nile, ọbụna dịka n'oge
ochie, dịka ntụgwa nile nke
ekwensu, n'ihi na ọ bụ onye
chọpụtara ihe ndị a nile; e,
onye-nchọpụta nke igbu-mma-
dụ, na ọrụ nile nke ọchịchịrị; e,
ma o ji eriri dị nro na-edu ha
n'olu, ruo mgbe ọ ga-eji eriri
siri ike kee ha ruo mgbe nile.
23 N'ihi na lee, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n'anya, a
na m agwa unu na Onye-nwe
Chineke anaghị arụ ọrụ
n'ọchịchịrị.
24 Ọ naghị eme ihe ọbụla ma
ọbụghị na ọ ga-abara ụwa uru;
n'ihi na ọ [a]hụrụ ụwa n'anya,
ọbụna na ọ tọgbọrọ ndụ nke ya
ka o wee kpọta [b]mmadụ nile
n'ebe ọ nọ. Ya mere, onweghị
onye ọbụla o nyere iwu ka ọ
ghara iketa oke na nzọpụta ya.
25 Lee, ọ na-etiku onye ọbụla,
na-asị: Si n'ebe m nọ pụọ? Lee,
a sị m unu, E-e; mana ọ na-asị:
[a]Bịakwutenu m unu nsọtụ nile
nke ụwa, [b]zụrụ mmiri-ara ehi
na mmanụ-añụ, na-ejighi ego,
na na-enweghị ọnụ ahịa.
26 Lee, o nyewo onye-ọbụla
iwu ka ha si n'ụlọ-nzukọ nile
pụọ, ma-ọbụ site n'ụlọ nile nke
ekpere? Lee, a sị m unu, E-e.
27 O nyewo onye-ọbụla iwu
na ha agaghị eketa oke na [a]nzọ-
pụta ya? Lee, a sị m unu, E-e;
mana o [b]nyewo ya n'efu maka
mmadụ nile; ma o nyewo ndị
Ya iwu ka ha gbaa mmadụ nile
ume ka ha [c]chegharịa.
28 Lee, Onye-nwe o nyewo
onye-ọbụla iwu ka ha ghara ike-
ta oke n'idi mma ya? Lee, a sị m
unu, E-e; kama [a]mmadụ nile
nwere ohere otu onye dịka ibe
ya, ma ọdịghị ndị ọ na-egbochi.
29 O nyere iwu na a gaghị
enwe [a]nchụ-aja aghụghọ; n'ihi
na lee, nchụ-aja aghụghọ nile bụ
na ndị mmadụ na-ekwusa ma
debe onwe ha ka ha bụrụ ìhè
nye ụwa, ka ha wee nweta uru
na [b]otuto nke ụwa; mana ha adị-
ghị achọ ọdịmma nke Zaịọn.
30 Lee, Onye-nwe egbochiwo
ihe nke a; ya mere, Onye-nwe
Chineke enyewo iwu-nsọ na
mmadụ nile ga-enwe [a]afọ-ọma,
afọ-ọma nke bụ [b]ịhụnanya, ma
ewezuga na ha ga-enwe afọ-
ọma ọdịghị ihe ha bụ. Ya mere,
ọ bụrụ na ha ga-enwe afọ-ọma
ha agaghị ekwe ka onye-na-arụ
ọrụ na Zaịọn laa n'iyi.
31 Ma na onye-na-arụ ọrụ na
[a]Zaịọn ga arụrụ Zaịọn ọrụ; n'ihi

20*f* Aisa. 3:15;
2 Nif. 13:15.
21*a* NGAN Ntaji-anya.
22*a* NGAN Ntụgwa
Nzuzo nile.
24*a* Jọn 3:16.
*b* 3 Nif. 27:14–15.
25*a* Alma 5:33–35;
3 Nif. 9:13–14.
*b* Aisa. 55:1–2.
27*a* NGAN Nzọpụta.
*b* Ndị-Efe. 2:8;
2 Nif. 25:23.
*c* NGAN Chegharia,
Nchegharị.
28*a* Ndi Rom 2:11;
1 Nif. 17:33–35.
29*a* NGAN Ndị Nchụ-aja
Aghụghọ.
*b* OznỌd. 121:34–37.
30*a* Moro. 7:47–48.
NGAN Afọ-ọma.
*b* NGAN Ịhụnanya.
31*a* NGAN Zaịọn.

na ọbụrụ na ha na-arụ maka
inweta [b]ego ha ga-ala-n'iyi.
32 Ma ọzọ, Onye-nwe Chineke
enyewo [a]iwu na ndị mmadụ
agaghị egbu mmadụ; na ha
agaghị ekwu okwu ụgha; na ha
agaghị ezu ori; na ha agaghị eji
aha Onye-nwe bụ Chineke ha
eme [b]ihe efu; na ha agaghị ekwo
ekworo; na ha agaghị enwe
echiche-ọjọọ; na ha agaghị adọ
ndọrọ-ndọrọ onye na ibe ya; na
ha agaghị agba akwụnakwụna,
na ha agaghị eme nke ọbụla
n'ime ihe ndị a nile; n'ihi na
onye ọbụla mere ha ga-ala-n'iyi.
33 N'ihi na ọdịghị nke ọbụla
n'ime ajọọ-omume ndị a si n'ebe
Onye-nwe nọ bịa; n'ihi na ọ na-
eme nke dị mma n'etiti ụmụ
nke mmadụ; ma ọdịghị ihe ọ
na-eme ma ọbụghị na ụmụ nke
mmadụ ghọtara ya; ma ọ na-
akpọ ha nile ka ha bịakwute ya
ma keta oke n'ịdị mma ya; ma
ọdịghị onye ọ [a]na-ajụ bụ onye
na-abịakwute ya, ndị ojii na ndị
ọcha, ndị oru na ndị nwe onwe
ha, nwoke na nwanyị; ma ọ na-
echeta [b]ndị na-ekweghị ekwe;
ma [c]ha nile dị otu ụdị n'anya
Chineke, ma ndị Juu ma ndị
Jentaịlụ.

## ISI 27

*Ọchịchịrị na ngọnarị-okwukwe ga-ekpuchi ụwa n'ụbọchị ịkpe-azụ nile —Akwụkwọ nke Mọmọn ga-apụta —Ndị aka-ebe mmadụ atọ ga-agba-ama maka akwụkwọ ahụ —Nwoke nwere mmụta ga-asị na ọ gaghị-enwe-ike ịgụ akwụkwọ ahụ ara-chiri-arachi —Onye-nwe ga-arụ ọrụ dị ịtụ-n'anya na ihe iju anya —Tulee Aịsaịa isi 29. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MANA, lee, [a]n'ụbọchị ịkpe-azụ
nile, ma-ọbụ n'ụbọchị nile nke
ndị Jentaịlụ — e, lee mba nile
nke ndị Jentaịlụ na kwa nke ndị
Juu, ma ndị ga-abịa n'elu ala nke
a, na ndị ga-anọ n'elu ala ndị
ọzọ, e, ọbụna n'elu ala nile nke
ụwa, lee, ha ga-añụbiga ajọọ-
omume na ihe arụ nile dị iche
iche oke —
2 Ma mgbe ụbọchị ahụ ga-abịa,
ha ga-enwe nleta nke Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha, site
na egbe-elu-igwe na site na ala
ọma-jijiji, na site na nnukwu oke
mkpọtụ, na site na ebili-mmiri,
na site na oke ebili mmiri, na site
na [a]ire nke ọkụ nrepịa.
3 Ma [a]mba nile ndị [b]na-alụ ọgụ
megide Zaịọn, na ndị na-enye
ya nnukwu nsogbu, ga-adị ka
nrọ nke ọ̀hụ̀ abalị; e, ọ ga-adịrị
ha, ọbụna dịka onye agụụ
na-agụ nke rọrọ nrọ ma lee,
ọ ga-eri nri ma teta ma ọdịghị
ihe dị na ime mkpuru obi ya;
ma-ọbụ dịka onye akpịrị na-
akpọ-nkụ nke rọrọ nrọ, ma lee
ọ ñụrụ mmiri ma teta ma lee, ọ
dara mba, ma agụụ na-agụ
mkpụrụ-obi ya; e, ọbụna otu a

31*b* Jekọb 2:17–19; OznỌd. 11:7; 38:39.
32*a* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
*b* NGAN Ikwụtọ Ikwuhie.
33*a* Ọlndoz. 10:9–35, 44–45.
*b* Alma 26:37.
*c* Ndi Rom 2:11; 1 Nif. 17:35.
**27** 1*a* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
2*a* Aisa. 24:6; 66:15–16; Jekọb 6:3; 3 Nif. 25:1.
3*a* Aisa. 29:7–8.
*b* 1 Nif. 22:14.

ka igwe mmadụ ndị mba nile
ga-adị bụ ndị na-alụ ọgụ megide
ugwu Zaịọn.
4 N'ihi na lee, unu nile ndị na-
eme ihe ọjọọ, nọdunu ebe unu
nọ ma chee echiche, n'ihi na unu
ga-eti mkpu akwa, ma kwaa
akwa; e, unu ga-añụra-anya ma
ọbụghị site na mmanya, unu
ga-abụ ndị na-azọjọghari ụkwụ
ma na ọbụghị n'ihi ihe ọñụñụ
siri ike.
5 N'ihi na lee, Onye-nwe awụ-
pụtaworo unu mụọ nke ụra dị
omimi. N'ihi na lee, unu eme-
chiwo anya unu nile, ma unu
ajụwo ndị-amụma nile; na ndị
ọchịchị unu nile, ma ndị ọhụ-
ụzọ nile ka o kpuchiworo n'ihi
ajọọ-omume unu.
6 Ma ọ ga-eru na Onye-nwe
Chineke [a]ga-ewepụtara unu
okwu nile nke si n'otu [b]akwụ-
kwọ, ma ha ga-abụ okwu nke
ndị rahụwororịị ụra.
7 Ma lee a ga-arachị akwụkwọ
ahụ [a]arachi; ma n'ime akwụkwọ
ahụ ka a ga-enwe [b]mkpughe si
n'ebe Chineke nọ bịa, site na
mmalite nke ụwa ruo [c]n'ọgwu-
gwu ya.
8 Ya mere, n'ihi ihe nile ndị
[a]arachịrị arachi, ihe nile ndị
arachịrị arachị ka [b]na-agaghị
enye n'ụbọchị nke ajọọ-omume
na ihe arụ nile nke ndị mmadụ.
Ya mere akwụkwọ ahụ ka a
ga-ezonarị ha.
9 Mana akwụkwọ ahụ ka a
ga-enye [a]otu nwoke, ma ọ
ga-enye okwu nile nke si n'a-
kwụkwọ ahụ, nke bụ ọkwụ nile
nke ndị rarụworọrịị ụra n'ime
uzuzu, ma ọ ga-enye [b]onye ọzọ
okwu ndị a nile;
10 Mana okwu nile ndị arachịrị
arachị ka ọ na-agaghị enye, ọbụ-
ghị ma ọ ga-enye akwụkwọ ahụ.
N'ihi na akwụkwọ ahụ ka a ga-
arachị site n'ike nke Chineke,
ma mkpughe ahụ nke arachịrị
arachị ka a ga-edebe n'ime
akwụkwọ ahụ wee ruo mgbe
oge Onye-nwe na onwe ya zuru,
na ha ga-apụta; n'ihi na lee, ha
na-ekpughe ihe nile site na ntọ-
ala nke ụwa ruo na nsọtụ ya.
11 Ma ụbọchị na-abịa na okwu
nile nke akwụkwọ ahụ nke ara-
chiworo ga-abụ ihe a ga-agụ
n'elu-ụlọ nile; ma a ga-agụ ha
site n'ike nke Kraịst; ma ihe
nile ka a [a]ga-ekpughere ụmụ
nke mmadụ ndị biworọrịị n'eti-
ti ụmụ nke mmadụ oge nile, na
ndị ga-ebi oge nile, ọbụna wee
ruo na nsọtụ nke ụwa.
12 Ya mere, n'ụbọchị ahụ mgbe
a ga-enye nwoke ahụ m kwu-
woro maka ya akwụkwọ ahụ, a
ga-ezo akwụkwọ ahụ site n'a-
nya nke ụwa, ka anya onye
ọbụla ghara ịhụ ya ma ọbụghị
na [a]ndị-aka-ebe mmadụ [b]atọ
ga-ahụ ya, site n'ike nke
Chineke, tinyere ya bụ onye a

6*a* Jarọm 1:2;
Mọm 5:12–13.
*b* 2 Nif. 26:16–17; 29:12.
NGAN Akwụkwọ nke
Mọmọn.
7*a* Aisa. 29:11–12;
Ita 3:25–27; 4:4–7.
*b* Mosa. 8:19.
*c* Ita 13:1–12.
8*a* Ita 5:1.
*b* 3 Nif. 26:9–12;
Ita 4:5–6.
9*a* OznỌd. 17:5–6.
*b* A—JS 1:64–65.
11*a* Luk 12:3;
Mọm 5:8;
OznỌd. 121:26–31.
12*a* Deut. 19:15.
*b* 2 Nif. 11:3;
Ita 5:2–4;
OznỌd. 5:11, 15; 17:1.

ga-enye akwụkwọ ahụ; ma ha
ga-agba ama banyere ezi-okwu
nke akwụkwọ ahụ na ihe ndị dị
n'ime ya.
13 Ma onweghị onye ọzọ
ga-ahụ ya anya, nanị ma-ọbụ
ole na ole dịka ọchịchọ nke
Chineke siri dị, ịgba ama
banyere okwu ya nye ụmụ nke
mmadụ; n'ihi na Onye-nwe
Chineke ekwuwo na okwu nile
nke ndị okwukwe ga-ekwu dịka
o [a]sitere na ndị nwụrụ anwụ.
14 Ya mere, Onye-nwe
Chineke ga-aga n'iru iwepụta
okwu nile nke akwụkwọ ahụ;
na n'ọnụ ndị aka-ebe ole o che-
re dị ya mma ka ọ ga-ehiwe
okwu ya; ma ahụhụ ga-adịrị ya
bụ onye [a]ga-ajụ okwu Chineke!
15 Mana lee, ọ ga-eru na Onye-
nwe Chineke ga-agwa ya bụ
onye ọ ga-enye akwụkwọ ahụ:
Were okwu ndị a bụ ndị ana-
arachighị-arachị ma nye ha onye
ọzọ, ka o wee gosị ha onye nwe-
re mmụta, na-asị: [a]Gụọ nke a, a
na m arịọ gị. Ma onye nwere
mmụta ga-asị: Wetara m akwụ-
kwọ ndị ahụ na aga m agụ ha.
16 Ma ugbua, n'ihi otuto nke
ụwa na-inweta [a]uru ka ha ga-
ekwu nke a, ma ọbụghị maka
otuto nke Chineke.
17 Ma nwoke ahụ ga-asị:
Enweghị m ike iweta akwụkwọ
ahụ, n'ihi na arachịrị ya arachi.
18 Mgbe ahụ ka onye-nwere
mmụta ga-asi: Enweghị m ike
ịgụ ya.
19 Ya mere ọ ga-eru, na Onye-
nwe Chineke ga-enye kwa
akwụkwọ ahụ ọzọ na okwu nile
ndị dị n'ime ya n'aka onye ahụ
na-enweghị mmụta; ma nwoke
ahụ na-enweghị mmụta ga-asị:
Enweghị m mmụta.
20 Mgbe ahụ ka Onye-nwe
Chineke ga-asị ya: Ndị nwere
mmụta agaghị agụ ha, n'ihi na
ha ajụwo ha, ma e nwere m ike
ịrụ ọrụ nke m; ya mere ị
ga-enwe ike ịgụ okwu nile nke
m ga-enye gị:
21 [a]Emetụkwala aka n'ihe ndị
nile arachịrị arachi, n'ihi na a
ga m ewepụta ha mgbe oge nke
m zuru; n'ihi na a ga m egosị
ụmụ nke mmadụ na e nwere m
ike ịrụ ọrụ nke m.
22 Ya mere, mgbe ị gụworo
okwu nile nke m nyeworo gị n'i-
wu, ma nweta [a]ndị aka-ebe nile
nke m kweworo gị na nkwa,
mgbe ahụ ka ị ga-arachị kwa
akwụkwọ ahụ ọzọ, ma zoo kwa-
ra m ya, ka m wee dokwaa
okwu ahụ nile nke ị na-aka-agụ-
ghị, ruo mgbe m ga-ahụ oge da-
bara adaba na amamihe nke m
ikpughe ihe nile nye ụmụ nke
mmadụ.
23 N'ihi na lee, a bụ m
Chineke; ma a bụ m Chineke
nke [a]ọrụ ebube; ma a ga m ego-
sị ụwa na a bụ m [b]otu ihe ahụ
ụnyahụ, taa, na ruo mgbe nile;
ma anaghị m arụ ọrụ n'etiti
ụmụ nke mmadụ ma ọbụghị
[c]dịka okwukwe ha siri dị.

13*a* 2 Nif. 3:19–20; 33:13–15; Moro. 10:27.
14*a* 2 Nif. 28:29–30; Ita 4:8.
15*a* Aisa. 29:11–12; A—JS 1:65.
16*a* NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
21*a* Ita 5:1.
22*a* NGAN Ndị Aka-ebe nke Akwụkwọ nke Mọmọn.
23*a* NGAN Ọrụ Ebube.
*b* Ndị-Hib 13:8.
*c* Ndị-Hib 11; Ita 12:7–22.

24 Ma ọzọ ọ ga-eru na Onye-
nwe ga-asị onye ahụ ga-agụ
okwu nile a ga-enye ya:
25 [a]N'ihi na ndị a na-abịakwu-
te m nso site n'ọnụ ha, na site
n'egbụgbere-ọnụ ha ka ha na
[b]asọpuru m, ma na ha ewepụ-
wo obi ha nile ebe dị anya site
n'ebe m nọ, ma egwu ha na-atụ
m bụ ihe akụziri site [c]n'ozizi
nke mmadụ.
26 Ya mere, a ga m a ga n'iru
ịrụ [a]ọrụ dị ịtụ n'anya n'etiti ndị
a, e, [b]ọrụ dị ịtụ n'anya na ihe iju
anya, n'ihi na amamihe nke ndị
ha maara ihe na ndị nwere
mmụta ga-ala-n'iyi, ma nghọta
nke ndị ha na-akpachapụ anya
ka a ga-ezopu.
27 Ma [a]ahụhụ na-adịrị ha bụ
ndị na-achọsike izonarị Onye-
nwe ndụmọdụ ha! Ma ọrụ ha
nile bụ n'ọchịchịrị; ma ha na-asị:
Onye na-ahụ anyị, ma onye na
amata anyị? Ma ha na-asị kwa:
N'ezie, ịtụgharị ihe nile isi n'ala
ka a ga-ewere dịka [b]ụrọ onye-
ọkpụ-ite. Mana lee, a ga m egosị
ha, ka Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha kwuru, na a ma
m ọrụ ha nile; N'ihi na, ọrụ, ọ
ga-ekwu maka onye mere ya,
ọbụghị ya mere m? Ma-ọbụ ihe
atụrụ-atụ, ọ ga-ekwu maka onye
tụrụ ya, o nweghị nghọta?
28 Mana lee, ka Onye-nwe nke
usuu nile nke ndị-agha kwuru:
A ga m egosị ụmụ nke mmadụ
na-ọfọdụrụ nwa oge nta ka
Lebanọn tụgharịa ghọọ ala na-
amị mkpụrụ; ma ala ahụ na-amị
mkpụrụ ka a ga-ewere dịka oke
ọhịa.
29 [a]Ma n'ụbọchị ahụ ka ndị ntị
chiri ga-anụ okwu nile nke
akwụkwọ ahụ, ma anya nile nke
ndị kpụrụ-isi ga-ahụ ụzọ site
n'enweghị ìhè nke ọma na site
n'ọchịchịrị.
30 Ma [a]ndị dị nwayo ga-aba-
wanye, ma [b]ọñụ ha ga-abụ
n'ime Onye-nwe, ma ndị ogbe-
nye n'etiti ụmụ mmadụ ga-añụ-
rị ọñụ n'ime Onye-Nsọ nke
Israel.
31 N'ihi dịka o siri wee anya
na Onye-nwe na-adị ndụ, ha
ga-ahụ na [a]onye-ahụ dị egwụ
ka ewedatara n'ihe efu, ma
onye ọkwa-emu ka a ga-erecha-
pụ, ma ndị nile na-ele anya
ajọọ-omume ka a ga-ebepụ;
32 Ma ndị na-eme ka mmadụ
bụrụ [a]onye mmehie site n'otu
okwu ọnụ, ma sie ọnya debere
onye na-aba mba n'ọnụ [b]ụzọ-
ama, ma [c]debe n'akụkụ onye
ezi-omume n'ihi ihe efu.
33 Ya mere, otu a ka Onye-
nwe kwuru, onye gbapụtara
Abraham, gbasara ụlọ nke
Jekọb: Jekọb agaghị abụ onye
ihere ga-eme ugbua, ọbụghị ma
iru ya ọ ga-abụwanye ihe na-
achapụghị achapụ ugbua.
34 Ma mgbe ọ [a]ga-ahụ ụmụ ya,

25*a* Aisa. 29:13.
*b* Mat. 15:8.
*c* 2 Nif. 28:31.
26*a* 1 Nif. 22:8;
2 Nif. 29:1–2.
NGAN Mweghachi
nke Ozi-ọma.
*b* Aisa. 29:14;
2 Nif. 25:17.
27*a* Aisa. 29:15.
*b* Jer. 18:6.
29*a* Aisa. 29:18.
30*a* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị
Nwayọ.
*b* OznỌd. 101:36.
31*a* Aisa. 29:20.
32*a* Luk 11:54.
*b* Emọs 5:10.
*c* 2 Nif. 28:16.
34*a* Aisa. 29:23–24.

ọrụ nke aka m abụọ, n'etiti ya, ha ga-edo aha m nsọ ma doo Onye-Nsọ nke Jekọb nsọ, ma ha ga-atụ egwụ Chineke nke Israel.
35 Ha kwa bụ ndị [a]mehiere n'ime mụọ ga-abịa na nghọta, ma ndị ahụ tamuru ntamu ga [b]amụta ozizi.

## ISI 28

*Ọtụtụ nzukọ ụgha ka a ga ewulite n'ụbọchị ikpe azụ nile—Ha ga akụzi ozizi ụgha, na-abaghị-uru, na ozizi iberibe nile—Ngọnarị okwukwe ga-aba ụba n'ihi ndị nkuzi ụgha—Ekwensu ga akpali iwe ọkụ n'ime obi nke mmadụ—Ọ ga akụzi ụdi nkuzi okwukwe ụgha nile di iche iche. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, lee, ụmụnne m nwoke, agwawo m unu okwu dịka Mụọ ahụ siri kwalite m; ya mere, a ma m na ha ga-emezurịrị.
2 Ma ihe ndị a ga-ede site n'ime [a]akwụkwọ ahụ ga-abụ ihe [b]oke-ọnụ-ahịa nye ụmụ nke mmadụ, ma nke ka nke nye mkpụrụ-afọ nke anyị, nke bụ ndị fọdụrụ nke ụlọ nke Israel.
3 N'ihi na ọ ga-eru n'ụbọchị ahụ na [a]nzukọ nile ewulitere, ma ha abụghị nke Onye-nwe, mgbe otu ga-asị ibe ya: Lee, mụ, a bụ m nke Onye-nwe; ma ndị ọzọ ga-asi: mụ, a bụ m nke Onye-nwe; ma otu a ka onye ọbụla ga-ekwu nke wuliteworo nzukọ, ma ọbụghị nke Onye-nwe—
4 Ma ha ga-adọ ndọrọ-ndọrọ otu na ibe ya; ma ndị nchụ-aja ha nile ga-adọ ndọrọ-ndọrọ otu na ibe ya, ma ha ga-akụzi site na [a]mmụta nke ha, ma gọnarị Mụọ Nsọ, nke na-enye ọnụ okwu.
5 Ma ha [a]ga-agọnarị [b]ike nke Chineke, Onye-Nsọ nke Israel; ma ha ga-agwa ndị mmadụ: N̄aa anyị ntị, ma nụrụ ozizi anyị; n'ihi na lee [c]ọdịghị Chineke nọ taa, n'ihi na Onye-nwe na Onye-mgbapụta arụwo ọrụ ya, ma o werewo ike ya nye mmadụ;
6 Lee, n̄aanụ ntị n'ozizi m; ọbụrụ na ha ga-asị na o nwere ọrụ ebube arụrụ site n'aka nke Onye-nwe, ekwekwala ya; n'ihi na ụbọchị taa ọ bụghị Chineke nke [a]ọrụ ebube ndị a; ọ rụsịwo ọrụ ya.
7 E, ma a ga-enwe ọtụtụ ndị ga-asị: [a]Rie, n̄ụọ, ma nwee obi ụtọ, n'ihi na echi anyị anwụọ; ma ọ ga-adịrị anyị mma.
8 Ma a ga-enwe kwa ọtụtụ ndị ga-asị: Rie, n̄ụọ, ma nwe obi ụtọ; otu o sila dị, tụọ egwu Chineke—ọ [a]ga-enye ohere imetụ mmehie ntakiri; e, kwuo ntakịrị [b]okwu ụgha, meere onwe gị uru n'ihi okwu sitere n'ọnụ otu onye pụta; gwuoro

35*a* 2 Nif. 28:14; OznỌd. 33:4.
*b* Dan. 12:4.
**28** 2*a* NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* 1 Nif. 13:34–42; 22:9; 3 Nif. 21:6.
3*a* 1 Ndị-Kọ 1:10–13; 1 Nif. 22:23; 4 Ne. 1:25–29; Mọm 8:28, 32–38.
4*a* 2 Nif. 9:28.
5*a* 2 Nif. 26:20.
*b* 2 Tim. 3:5.
*c* Alma 30:28.
6*a* Mọm 8:26; 9:15–26.
7*a* 1 Ndị-Kọ 15:32; Alma 30:17–18.
8*a* Mọm 8:31.
*b* OznỌd. 10:25; Moses 4:4. NGAN Ghaa-ụgha.

onye-agbata-obi-gị [c]olulu; ọdịghị ihe ọjọọ dị n'ime nke a; ma mee ihe ndị a nile, n'ihi na echi ya anyị ga-anwụ; ma ọbụna dị na ikpe mara anyị, Chineke ga apịa anyị ọnụ ụtarị ole na ole, ma emesịa a ga-azọpụta anyị n'ala-eze Chineke.

9 E, ma a ga-enwe ọtụtụ ndị ga-akụzi n'ụdị dị otu a, [a]ozizi ụgha na abaghị-uru na ozizi [b]iberibe nile, ma ha ga-afuli-elu n'ime obi ha nile, ma ha ga-achọ ebe dị omimi ha ga-ezonarị Onye-nwe ndụmọdụ ha nile; ma ọrụ ha nile ga-abụ n'ọchịchịrị.

10 Ma [a]ọbara nke ndị nsọ nile ga-ebe akwa site n'ime ala megide ha.

11 E, ha nile esịwo [a]n'ụzọ pụọ; ha abụwo ndị [b]ruru inyi.

12 N'ihi [a]mpako, na n'ihi ndị nkuzi ụgha nile, na ozizi okwukwe ụgha, nzukọ ha nile abụrụwo ihe ruru inyi, ma nzukọ ha nile abụrụwo ihe eweliri-elu; n'ihi mpako ha afụliwo onwe ha elu.

13 Ha [a]na-apụnara [b]ndị ogbenye ihe ha nwere n'ihi ọmarịcha ebe nsọ ha nile; ha na-apụnara ndị ogbenye ihe ha nwere n'ihi ọmarịcha uwe ha na-eyi; ma ha na-esogbu ndị dị nwayo na ndị dị ogbenye n'obi, n'ihi n'ime [c]mpako ha, ha na afụli elu.

14 Ha na-eyiri [a]ịkpọ-ekwe-nkụ na ibuli-isi-elu; e, ma n'ihi mpako, na ajọọ-omume, na ihe arụ nile, na akwụnakwụna nile, ha nile [b]ejehiewo ma ọbụghị ole na ole, bụ ndị obi umeala na-eso ụzọ Kraịst; otu o sila dị, a na-edu ha edu, nke mere na ọtụtụ mgbe ha na-emehie n'ihi na a na-akụziri ha site n'ozizi nile nke mmadụ.

15 O ndị [a]amamihe, na ndị nwere mmụta, na ndị bara ụba, ndị nke na-afuli onwe ha elu n'ime [b]mpako nke obi ha nile, na ndị nile na-ekwusa ozizi ụgha nile, na ndị nile na-agba akwụnakwụna, ma na-ejehie ezigbo ụzọ nke Onye-nwe, [c]ahụhụ, ahụhụ, ahụhụ dịrị ha, ka Onye-nwe Chineke Pụrụ Ime Ihe nile kwuru, n'ihi na a ga-enuda ha n'ala mụọ!

16 Ahụhụ na-adịrị ha bụ ndị [a]na-edebe n'akụkụ onye-ezi-omume n'ihi ihe efu ma na-akọcha nkọcha megide ihe di mma, ma sị na ọ baghị uru! N'ihi na ụbọchị ga-abia na Onye-nwe Chineke ga-abịa ngwa-ngwa ileta ndị nile bi n'ụwa; ma n'ụbọchị ahụ mgbe ha [b]ga-achazuwo n'ajọọ-omume ha ga-ala-n'iyi.

17 Mana lee, ọbụrụ na ndị bi n'ụwa ga-echegharị site n'ajọọ-omume ha na ihe arụ nile, agaghị ebibi ha, ka Onye-nwe nke usuu nile nke ndị-agha kwuru.

18 Mana lee, nnukwu nzukọ

8*c* Ilu 26:27; 1 Nif. 14:3.
9*a* Mat. 15:9.
*b* Ezik. 13:3; Hil. 13:29.
10*a* Mkpu. 6:9–11; 2 Nif. 26:3; Mọm 8:27; Ita 8:22–24; OznỌd. 87:7.
11*a* Hil. 6:31.
*b* Mọm 8:28–41; OznỌd. 33:4.
12*a* Ilu 28:25.
13*a* Ezik. 34:8.
*b* Hil. 4:12.
*c* Alma 5:53.
14*a* Ilu 21:4.
*b* Aisa. 53:6.
15*a* Ilu 3:5–7.
*b* NGAN Mpako.
*c* 3 Nif. 29:5.
16*a* Aisa. 29:21.
*b* Ita 2:9–10.

nke ihe arụ ahụ, nke bụ [a]akwụ-
nakwụna nke ụwa nile, [b]ga-atụ-
gharị daa n'ala, ma nnukwu ka
ọdịda ya ahụ ga-adị.
19 N'ihi na ala-eze nke ekwen-
su [a]ga-amarịrị jijiji, ma ndị bụ
nke so na ya ọ ga-adịrịrị mkpa
na a ga akpalite ha elu ruo na
ncheghari, ma-ọbụ [b]ekwensu
ahụ ekedo ha [c]n'ụdọ igwe agị-
rịga mgbe nile na-adigide ya,
ma ha abụrụ ndị akpasuru iwe,
ma laa n'iyi;
20 N'ihi na lee, n'ụbọchị ahụ
ka ọ ga akpalite [a]iwe ọkụ n'ime
obi nile nke ụmụ nke mmadụ,
ma palite ha n'iwe iwe ọkụ
megide ihe ahụ nke dị mma.
21 Ma ndị ọzọ ka ọ ga-eme ka
ha [a]dajụọ, ma gụgụpụ ha mee
ka ha nwe nchedo nke anụ arụ,
na ha ga-asị: Ihe nile adịwo
mma n'ime Zaịọn; e, Zaịọn
na-eme nke ọma, ihe nile adịwo
mma — ma otu a ka [b]ekwensu
si na-aghọgbu mkpụrụ-obi ha
nile, ma jiri nwayọ na-eduga ha
ịba n'ala mụọ.
22 Ma lee, ndị ọzọ ka ọ ga-aja-
fu, ma na-agwa ha na onweghị
[a]ala mụọ dị; ma ọ na-asị ha: a
bụghị m ekwensu, n'ihi na ọ
dịghị nke dị — ma otu a ka ọ na-
agbanyere ha izuzu na nti ha
nile, wee ruo mgbe ọ ga-ekedo
ha [b]n'udọ igwe ya ahụ dị egwụ,
site n'ebe nke ha na-enweghị
nnapụta ọbụla.
23 E, a na-ekedo ha n'ọnwụ,
n'ala mụọ; na ọnwụ, na n'ala
mụọ, ma ekwensu ahụ na ndị
nile o jideworo n'ime ya ga
egụzọrịrị n'iru nke oche-eze
Chineke, ma a [a]ga-ekpe ha ikpe
dịka ọrụ ha nile siri dị, n'ebe a
ka ha ga-esi baa n'ime ebe ahụ
a kwadobeere ha, ọbụna [b]ọdọ
ọkụ na nkume ọkụ, nke bụ ịta
ahụhụ agwụgh-agwụ.
24 Ya mere, ahụhụ na-adịrị
onye ahụ nke na-enwe obi ruru
ala na Zaịọn!
25 Ahụhụ dịrị onye na-eti
mkpu na-asị: Ihe nile adịwo
mma!
26 E, ahụhụ dịrị ya bụ onye
ahụ [a]na-aña-ntị n'ozizi nile nke
ndị mmadụ, ma gọnarị ike nke
Chineke, na onyinye nke Mụọ
Nsọ!
27 E, ahụhụ dịrị ya bụ onye
na-asị: Anyị anatawo, ma anyị
[a]achọkwaghị ọzọ!
28 Ma na mkpirisi, ahụhụ
na-adịrị ndị nile n'ama jijiji,
ma [a]iwe na-ewe ha n'ihi ezi-
okwu nke Chineke! N'ihi na
lee, onye ọbụla nke ewulite-
woro n'elu [b]nkume ahụ na-
anata ya n'obi ụtọ; ma onye
ọbụla nke ewuliteworo n'elu
ntọ-ala aja na-ama jijiji ka ọ
ghara ịda.
29 Ahụhụ dịrị ya bụ onye
ga-asị: Anyị anatawo okwu
Chineke, ma [a]anyị [b]achọkwaghị

18*a* Mkpu. 19:2.
*b* 1 Nif. 14:3, 17.
19*a* 1 Nif. 22:23.
*b* Alma 34:35.
*c* Alma 12:11.
20*a* OznỌd. 10:20–27.
21*a* Mọm 8:31.
*b* 2 Nif. 9:39.
22*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Alma 36:18.
23*a* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe; Ikpe nke Ikpe-azụ.
*b* 2 Nif. 9:16, 19, 26.
26*a* 2 Nif. 9:29.
27*a* Alma 12:10–11.
28*a* 2 Nif. 9:40; 33:5. NGAN Nnupụ-isi.
*b* Mat. 7:24–27. NGAN Oke-nkume.
29*a* 2 Nif. 29:3–10.
*b* 2 Nif. 27:14; Ita 4:8.

okwu Chineke ọzọ, n'ihi na
anyị enwezuwo!
30 N'ihi na lee, otu a ka Onye-
nwe Chineke kwuru: A ga m
enye ụmụ nke mmadụ ahịrị
n'elu ahịrị, [a]ozizi n'elu ozizi,
ntakịrị n'ebe a na ntakịrị ebe ahụ;
ma ngọzi na-adịrị ndị na-aña
ntị n'ozizi m nile, ma na-ege ntị
na ndụmọdụ m, n'ihi na ha ga
amụta [b]amamihe; n'ihi onye
ahụ [c]na-anabata ka m ga-enye
[d]karịa; ma site n'aka ndị na-asị,
Anyị enwetazuwo, site n'aka
ha ka a ga-ewepụ ọbụnadị nke
ha nwere enwe.
31 Onye abụrụ ọnụ ka ọ bụ bụ
onye na-etinye [a]ntụkwasị obi
ya n'ebe mmadụ nọ, ma-ọbụ
na-eme anụ arụ ngwa-ọgụ ya,
ma-ọbụ na-aña ntị n'ozizi nke
ndị mmadụ, ma ọbụghị ma
ozizi ha nile ga-abụ nke e nyere
site n'ike nke Mụọ Nsọ.
32 [a]Ahụhụ ga-adịrị ndị Jen-
taịlụ, ka Onye-nwe Chineke
nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru! N'ihi na, na-agbanye-
ghị a ga m esetịpụ ogologo aka
m n'ebe ha nọ site n'ụbọchị
ruo n'ụbọchị, ha ga-agọnarị m;
otu o sila dị, a ga m enwe obi
ebere n'ebe ha nọ, ka Onye-nwe
Chineke kwuru, ọ bụrụ na
ha ga-echegharị ma bịakwute
m; n'ihi na [b]aka m esetịpụta-
wo ogologo ụbọchị nile, ka
Onye-nwe Chineke nke usuu
nile nke ndị-agha kwuru.

## ISI 29

*Ọtụtụ ndị Jentaịlụ ga ajụ Akwụkwọ nke Mọmọn ahụ—Ha ga-asị, Anyị achọkwaghị Bible ọzọ—Onye-nwe na-agwa ọtụtụ mba okwu—Ọ ga-ekpe ụwa ikpe site n'akwụkwọ nile ndị a a ga-edepụta. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Mana lee, ha ga-adị ọtụtụ—
n'ụbọchị ahụ mgbe m ga-aga
n'iru ịrụ [a]ọrụ dị ịtụ n'anya n'etiti
ha, ka m wee cheta [b]ọgbụgba-
ndụ m nile nke m meworo mụ
na ụmụ nke mmadụ, ka m wee
setịpụkwa aka m ọzọ nke [c]ugbọ-
rọ abụọ inweghachi ndị m ọzọ,
ndị bụ ndị nke ụlọ nke Israel;
2 Na kwa, ka m wee cheta
nkwa nile m kweworo nye gị,
Nifaị, na kwa nye nna gị, na a ga
m echeta mkpụrụ-afọ unu; na
kwa ka [a]okwu nile nke mkpụrụ-
afọ unu wee site n'ọnụ m ruo
mkpụrụ-afọ unu; ma okwu m
nile [b]ga-agapụ ruo nsọtụ nile
nke ụwa, dịka [c]ihe-nlere-anya
nke ndị m, ndị bụ ndị nke ụlọ
nke Israel;
3 Ma n'ihi na okwu m ga-
agapụ—ọtụtụ ndị Jentaịlụ ga-
asị: Otu [a]Bible! Otu Bible! Anyị

30*a* Aisa. 28:9–13;
OznỌd. 98:12.
*b* NGAN Amamihe.
*c* Luk 8:18.
*d* Alma 12:10;
OznỌd. 50:24.
31*a* OznỌd. 1:19–20.
32*a* 1 Nif. 14:6.
*b* Jekọb 5:47; 6:4.
**29** 1*a* 2 Nif. 27:26.
NGAN Mweghachi
nke Ozi-ọma.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ
nke Abraham.
*c* 2 Nif. 6:14;
21:11–12; 25:17.
NGAN Israel—
Mkpokọta nke Israel.
2*a* 2 Nif. 3:18–21.
*b* Aisa. 5:26;
2 Nif. 15:26;
Moro. 10:28.
*c* 1 Nif. 21:22.
NGAN Ọkọlọtọ.
3*a* 1 Nif. 13:23–25.
NGAN Bible; Akwụkwọ
nke Mọmọn.

enwetawo Otu Bible, ma enwe-
ghị ike inwe Bible ọbụla ọzọ.
4 Ma otu a ka Onye-nwe
Chineke kwuru: O ndị nzuzu,
ha ga-enwe otu Bible; ma ọ
ga-esi n'aka [a]ndị Juu pụta, ndị
ọgbụgba-ndụ m mgbe ochie.
Ma olee otu ha si kelee [b]ndị Juu
maka [c]Bible nke ha natara site
n'aka ha? E, gịnị ka ndị Jentaịlụ
na-egosị? Ha na-echeta ụfụ nile,
na ọrụ ike nile, na ihe mgbu
nile nke ndị Juu, na mgbalị ha
nye m, n'iweta nzọpụta nye ndị
Jentaịlụ?
5 O unu ndị Jentaịlụ, unu eche-
tawo ndị Juu, ndị ọgbụgba-ndụ
m mgbe ochie? Ee; ma unu abụ-
wo ha ọnụ, ma [a]kpọwo ha asị,
ma a chọbeghị inweghachi ha.
Mana lee, a ga m eweghachi ihe
ndị a nile n'isi nke onwe unu;
n'ihi na mụ bụ Onye-nwe eche-
fubeghi ndị m.
6 Unu ndị-nzuzu, nke ga-asị:
Otu [a]Bible, anyị enwetawo otu
Bible, ma anyị achọkwaghị Bible
ọzọ. Unu enwetawo Bible ma
ọbụghị site n'aka ndị Juu?
7 Unu amataghị na e nwere
ọtụtụ mba karịa otu? Unu ama-
taghị na mụ, Onye-nwe Chineke
unu, [a]kere mmadụ nile, na kwa
na m na-echeta ndị nile bi [b]n'elu
ala nile nke mmiri osimiri gbara
gburu-gburu; na kwa na m na-
achị n'elu-igwe nile dị n'elu na
n'ala dị n'okpuru; ma a na m
ewepụta okwu m nye ụmụ nke
mmadụ, e, ọbụna n'elu mba nile
nke ụwa?
8 Gịnị mere unu na-atamu,
n'ihi na unu ga-anatawanye
okwu m? Unu amataghị na
ịgba-ama nke [a]mba abụọ gbara
bụ [b]aka-ebe nye unu na m bụ
Chineke, na m na-echeta otu
mba dịka nke ọzọ? Ya mere, a
na m ekwu otu ụdị okwu nye
otu mba dịka nke ọzọ. Na mgbe
[c]mba abụọ ahụ ga-agbakọta
ọsọ, ịgba-ama nke mba abụọ
ahụ ga-agbakọta otu aka ahụ.
9 Na a na m eme nke a ka m
wee gosipụta nye ọtụtụ na a bụ
m [a]otu ihe ụnyahụ, taa, na ruo
mgbe nile; ma na a na m ekwu-
pụta okwu m nile dịka o siri
masị m. Ma n'ihi na ekwuwo m
otu [b]okwu, unu ekwesịghị iche
na m enweghị ike ikwukwa
ọzọ; n'ihi na ọrụ m agwụbeghị;
ọbụghị ma ọ ga-agwụ ruo
ọgwụgwụ nke mmadụ, ọbụghị
site n'oge ahụ gawa na ruo
mgbe nile.
10 Ya mere, n'ihi na unu nwere
otu Bible, unu ekwesịghị iwere
ya dịka na o nwetazuru [a]okwu
m nile; ọbụghị ma o kwesịrị unu
iwere ya na mụ emeghị ka ede
pụtawaye ndị ọzọ.
11 N'ihi na a na m enye [a]mma-
dụ nile iwu, ma n'ọwụwa-anya-
nwụ ma n'ọdịda-anyanwụ, ma
n'elu-elu, ma na ndịda-ndịda,
ma n'ime ala nile mmiri gbara
gburu-gburu nke oke-osimiri,

4*a* OznỌd. 3:16.
*b* NGAN Ndị Juu.
*c* NGAN Juda—Osisi nke Juda.
5*a* 3 Nif. 29:8.
6*a* 1 Nif. 13:38.
7*a* NGAN Kee, Okike.
*b* 1 Nif. 22:4.
8*a* Ezik. 37:15–20; 1 Nif. 13:38–41; 2 Nif. 3:12.
*b* Mat. 18:16. NGAN Aka-ebe.
*c* Hosea 1:11.
9*a* Ndị-Hib 13:8.
*b* NGAN Mkpughe.
10*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile e buru n'amụma ga-abịa.
11*a* Alma 29:8.

na ha [b]ga-edepụta okwu nile
nke m kwuru nye ha; n'ihi na
site n'ime [c]akwụkwọ nile a ga-
edepụta, a ga m [d]ekpe ụwa
ikpe, mmadụ ọbụla dịka ọrụ ha
nile siri dị, dịka ihe ahụ nke e
dere ede.
12 N'ihi na lee, a ga m ekwu
okwu nye [a]ndị Juu ma ha [b]ga-
edepụta ya; na a ga m ekwukwa
okwu nye ndị Nifaị ma ha ga-
edepụta ya; ma a ga m ekwu-
kwa okwu nye agbụrụ ndị ọzọ
nile nke ụlọ nke Israel, ndị m
dupuworo, ma ha ga-edepụta
ya; ma a ga m ekwukwa okwu
nye [c]mba nile nke ụwa ma ha
ga-edepụta ya.
13 Ma ọ ga-eru na [a]ndị Juu ga-
enweta okwu nile nke ndị Nifaị,
na ndị Nifaị ga-enweta okwu ni-
le nke ndị Juu; na ndị Nifaị na
ndị Juu ga-enweta okwu nile
nke [b]agbụrụ Israel nile furu-efu;
na agbụrụ Israel nile furu-efu
ga-enweta okwu nile nke ndị
Nifaị na ndị Juu.
14 Ma ọ ga-eru na ndị m, ndị
bụ ndị nke [a]ụlọ nke Israel, ka a
ga-achịkọta rute ụlọ, ruo n'ala
nile nke onwunwe ha, ma okwu
m nile kwa ka a ga-achịkọta
[b]n'otu. Ma a ga m egosị ha bụ
ndị na-alụ ọgụ megide okwu m
na megide ndị m, ndị bụ ndị
nke [c]ụlọ nke Israel, na a bụ m
Chineke, na kwa na emere m
[d]ọgbụgba-ndụ mụ na Abraham
na a ga m echeta [e]mkpụrụ-afọ
ya [f]ruo mgbe nile.

---

## ISI 30

*Ndị Jentaịlụ e mere ka ha cheghara ka a ga-agụnye n'ime ndị ọgbụgba-ndụ—Ọtụtụ ndị Leman na ndị Juu ga-ekwenye n'okwu ahụ ma wee dị nma ile anya—Israel ka a ga-akpọtaghachi ma e bibie ndị ajọọ mmadu. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua lee, ụmụnne m nwo-
ke ndị m hụrụ n'anya, a ga m
agwa unu okwu; n'ihi na mụ,
Nifaị, agaghị ekwe ka unu na-
eche na unu bụ ndị ezi-omume
karịa ka ndị Jentaịlụ ga-abụ.
N'ihi na lee, ma ọbụghị na
unu ga-edebe iwu-nsọ nile nke
Chineke unu ga-ala kwa n'iyi
otu aka ahụ; ma n'ihi okwu nile
nke ekwuworo unu ekwesịghị
iche na ndị Jentaịlụ ga-abụ ndị
ebibiri kpam kpam.
2 N'ihi na lee, a sị m unu na ka
ha ra bụ ndị Jentaịlụ ga-eche-
gharị ga-abụ [a]ndị ọgbụgba-ndụ
nke Onye-nwe. Ma ka ha ra bụ
[b]ndị Juu na-agaghị echegharị ka
a ga-achụpụ; n'ihi na Onye-nwe
na onye ọbụla anaghị agba-ndụ

---

11*b* 2 Tim. 3:16.
*c* NGAN Akwụkwọ nke Ndụ.
*d* 2 Nif. 25:22; 33:11, 14–15.
NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
12*a* 1 Nif. 13:23–29.
*b* 1 Nif. 13:38–42; 2 Nif. 26:17.
*c* 2 Nif. 26:33.
13*a* Mọm 5:12–14.
*b* NGAN Israel—Agbụrụ iri nke Israel furu-efu.
14*a* Jer. 3:17–18.
*b* Ezik. 37:16–17.
*c* 1 Nif. 22:8–9.
*d* Jen. 12:1–3; 1 Nif. 17:40; 3 Nif. 20:27; Abr. 2:9.
NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
*e* OznỌd. 132:30.
*f* Jen. 17:7.
**30** 2*a* Ndị-Gal. 3:26–29.
*b* Mat. 8:10–13.
NGAN Ndị Juu.

ma ọbụghị ya na ndị [c]chegharị-
rị ma kwere n'Ọkpara ya, nke
bụ Onye-Nsọ nke Israel.
3 Ma ugbua, a ga m ebu-amụ-
ma ole na ole gbasara ndị Juu na
ndị Jentaịlụ karịa. N'ihi na mgbe
akwụkwọ ahụ nke m kwuworo
okwu maka ya ga-apụtawọrịị,
ma buru ihe e depụtara nye ndị
Jentaịlụ, ma rachie kwa ya ọzọ
nye Onye-nwe, a ga-enwe ọtụ-
tụ ndị [a]ga-ekwere okwu nile
ahụ e dere ede; ma ha [b]ga-ebu-
ru ha gaa ruo ndị nke fọdụrụ
na mkpụrụ-afọ anyị.
4 Ma mgbe ahụ ka ndị nke fọ-
dụrụ na mkpụrụ-afọ anyị ga-
amata ihe banyere anyị, otu ọbụ
na anyị siri na Jerusalem pụta,
ma na ha bụ ndị siri na agbụrụ
nke ndị Juu.
5 Na ozi-ọma nke Jisus Kraịst
ka a ga-ekwusa n'etiti [a]ha; ya
mere, [b]a ga-eweghachi ha baa
n'ime [c]mmụta nke ndị nna ha
nile, na kwa n'ime mmụta nke
Jisus Kraịst, bụ nke enwetara
n'etiti ndị nna ha nile.
6 Ma mgbe ahụ ka ha ga-añụrị
ọñụ; n'ihi na ha ga-amata na
ọbụ ngọzi nye ha site n'aka nke
Chineke; ma mkpekere nile
nke ọchịchịrị ha, ga-amalite
ịdasị site n'anya ha nile; ma
ọtụtụ ọgbọ agaghị agafe n'etiti
ha, ruo mgbe ha ga-abụ [a]ndị di
ọcha na ndị di nma ile anya.
7 Ma ọ ga-eru na [a]ndị Juu bụ
ndị ekposasịkwara [b]ga-amalite
ikwere na Kraịst; ma ha ga-ama-
lite ịbịakọta n'elu iru nke ala
ahụ; ma ka ha ra bụ ndị ga-
ekwere na Kraịst ga-aghọkwa
otu aka ahụ ndị di mma ile anya.
8 Ma ọ ga-eru na Onye-nwe
Chineke ga-amalite ọrụ ya n'eti-
ti mba nile, ebo nile, asusụ nile,
na ndị mmadụ, iwetazu mkpọ-
taghachị nke ndị ya n'elu ụwa.
9 Ma n'ezi-omume ka [a]Onye-
nwe Chineke [b]ga-ekpe ndị ogbe-
nye ikpe, ma baa mba jiri aha-
taha maka ndị dị [c]nwayọ n'obi
nke ụwa. Ma ọ ga-eti ụwa ihe
otiti site n'okporo nke ọnụ ya;
ma site kwa n'ume nke egbụ-
gbere ọnụ ya ka ọ ga-eji gbuo
ndị ajọọ mmadụ.
10 N'ihi na [a]oge na-abia ọsọ-
ọsọ mgbe Onye-nwe Chineke
ga-eweta nnukwu [b]nkewa n'etiti
ndị mmadụ ahụ, ma ndị ajọọ
mmadụ ka ọ ga-ebibi, ma ọ [c]ga-
edebe ndị ya, e, ọbụna ma ọbụrụ
na ọ [d]ga-ebibirịrị ndị ajọọ mma-
dụ site n'ọkụ.
11 Ma [a]ezi-omume ga-abụ ihe
njisi ukwu ike ya, ma ikwesị-
ntụkwasị-obi ga-abụ ihe njisi
ukwu ike ya.
12 Ma mgbe ahụ ka nkịta ọhịa
[a]ga-ebinyere nwa-atụrụ; ma agụ
ga-edịnanyere nwa ewu, na nwa
ehi, na nwa ọdụm, na anụ gbara

2*c* NGAN Chegharia, Nchegharị.
3*a* 3 Nif. 16:6–7.
*b* 1 Nif. 22:8–9.
5*a* 3 Nif. 21:3–7, 24–26.
*b* OznỌd. 3:20.
*c* 1 Nif. 15:14; 2 Nif. 3:12; Mọm 7:1, 9–10.
6*a* OznỌd. 49:24; 109:65.
7*a* 2 Nif. 29:13–14.
*b* 2 Nif. 25:16–17.
9*a* Aisa. 11:4–9.
*b* 2 Nif. 9:15.
*c* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ.
10*a* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
*b* OznỌd. 63:53–54.
*c* Moses 7:61.
*d* 1 Nif. 22:15–17, 23. NGAN Ụwa—Isacha ụwa.
11*a* Aisa. 11:5–9.
12*a* Aisa. 65:25. NGAN Oge Jisus Ga-abịa n'Ụwa Chịa Otu Puku Afọ.

abụba, ga-anọkọta; ma nwa
ntakịrị ga-edu ha.
13 Ma ehi na anụ ukwu na-eri
ibe ya ga-erịkọ; ụmụ ha nile
ga-edịnakọta; ma ọdum ga-ata
achara dịka oke ehi.
14 Ma nwa na-añụ-ara ga-egwu
egwu n'ọnụ agwọ ọjọọ, ma nwa
anapụworo ara ga-etinye aka
ya n'elu ebe obibi agwọ ọjọọ.
15 Ha agaghị emerụ arụ ma-
ọbụ bibie n'ime ugwu-nsọ m;
n'ihi na ụwa ga-ejupụta na ọmụ-
ma nke Onye-nwe dịka mmiri
nile siri kpuchite osimiri.
16 Ya mere, ihe nile nke [a]mba
dum ka a ga-eme ka [b]amata; e,
ihe nile ka a ga-eme ka amata
nye ụmụ nke mmadụ.
17 Ọ dịghị ihe ga-abụ ihe nzụ-
zọ ma ọbụghị na a [a]ga-ekpughe
ya; ọdịghị ọrụ ọchịchịrị ọbụla
ma ọbụghị na a ga-eme ka ewe-
pụta ya n'ìhè; ma ọdịghị ihe
arachịrị arachị n'elu ụwa ma
ọbụghị na a ga-atọpe ya.
18 Ya mere, ihe nile ekpughe-
woro nye ụmụ nke mmadụ, n'ụ-
bọchị ahụ ka a ga-ekpughepu
ha; ma Setan [a]agaghị enwekwa
ike n'ebe obi nile nke ụmụ nke
mmadụ dị ọzọ, wee ruo ogologo
oge. Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n'anya, a bịa-
wo m na ngwụcha okwu m nile.

## ISI 31

*Nifaị wee kwuo ihe mere e jiri mee Kraịst baptism—Ndị mmadụ ga-esorịrị Kraịst, mee baptism, nata Mụọ Nsọ, ma nọgide ruo ọgwụ-gwụ ka ha nwe nzọpụta—Nche-gharị na baptism bụ ọnụ ụzọ n'e-dụba n'ụzọ ahụ di wara-wara ma dị kwa mkpafa—Ndụ ebighi-ebi na-abịara ndị na-edebe iwu-nsọ nile mgbe emesịrị baptism. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua mụ, Nifaị, [a]ebusịwo
amụma m nye unu, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n'anya. Na
agaghị m ede ma ọbụghị nanị
ihe ole na ole, ndị m ma na ha
ga-emezurịrị; ọbụghị ma m ga-
ede ma-ọbụghị okwu ole na ole
nke nwanne m nwoke Jekọb.
2 Ya mere, ihe ndị m deworo
ezuworo m, ma ọbụghị okwu
ole na ole nke m ga-ekwurịrị
gbasara [a]ozizi nke Kraịst; ya
mere, a ga m agwa unu okwu
otu ọ dị mfe nghọta, dịka ịdị
mfe nghọta nke ibu-amụma m
siri dị.
3 N'ihi na mkpụrụ-obi m nwe-
re mmasị n'ịdị mfe nghọta;
n'ihi na n'ụdi dị otu a ka Onye-
nwe Chineke si na-arụ ọrụ n'e-
titi ụmụ nke mmadụ. N'ihi na
Onye-nwe Chineke na-enye ndị
nwere nghọta [a]ìhè; n'ihi na ọ
na-agwa ndị mmadụ okwu dịka
[b]asụsụ ha siri dị, wee ruo na
nghọta nke ha.
4 Ya mere, ọ dị m ka asị na unu
ga-echeta na mụ agwawo unu
okwu gbasara [a]onye-amụma

16*a* OznỌd. 101:32–35; 121:28–29.
*b* Ita 4:6–7.
17*a* OznỌd. 1:2–3.
18*a* Mkpu. 20:1–3; Ita 8:26.
**31** 1*a* 2 Nif. 25:1–4.
2*a* 2 Nif. 11:6–7.
3*a* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*b* OznỌd. 1:24.
4*a* 1 Nif. 10:7; 11:27. NGAN Jọn O Me Baptism.

ahụ nke Onye-nwe gosịworo
m, bu onye ga-eme [b]Nwa-atụrụ
Chineke baptism, onye ga-ebu-
pu mmehie nile nke ụwa.
5 Ma ugbua, ọbụrụ na Nwa-
atụrụ Nke Chineke ahụ, ebe ọ
bụ onye dị nsọ, ga-enwe mkpa
ime [a]baptism nke mmiri, n'i-
mezu ezi-omume nile, O mgbe
ahụ, lee otu anyị siri nwe mkpa
karịa, ebe anyị bụ ndị na-adị-
ghị nsọ, ka emee anyị baptism,
e, ọbụna site na mmiri!
6 Ma ugbua, a ga m ajụ unu,
ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ
n'anya, ka o siri bụrụ na Nwa-
atụrụ Chineke mezuru ezi-omu-
me nile site n'ime baptism nke
mmiri?
7 Unu amataghị na ọ dị nsọ?
Ma na na-agbanyeghị ịdị nsọ ya,
o gosịrị ụmụ nke mmadụ na,
dịka n'anụ arụ ọ na-eme onwe
ya umeala n'iru Nna ya, ma
gbaara Nna ya aka-ebe na ọ [a]ga-
erubere ya isi n'idebe iwu-nsọ
ya nile.
8 Ya mere, mgbe e mesịworo
ya baptism nke mmiri, Mụọ
Nsọ dakwasịrị ya [a]n'oyiyi nke
[b]nduru.
9 Ma ọzọ ọ gosịwo ụmụ nke
mmadụ wara-wara nke ụzọ
ahụ, na mkpafa nke [a]ọnụ ụzọ-
ama ahụ, nke ha ga-esi baa,
ebe ọ bụworo n'iru ha ihe ịma
atu.
10 Ma o wee gwa ụmụ nke
mmadụ: [a]Soro nụ m. Ya mere,
ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ
n'anya, anyị nwere ike [b]iso
Jisus ma ọbụghị na anyị ga-
enwe mmasị idebe iwu-nsọ
nile nke Nna?
11 Ma Nna sịrị: Chegharịa nụ,
chegharịa nụ, ma ka emee unu
baptism n'aha nke Ọkpara m m
hụrụ n'anya.
12 Ma ọzọ, olu nke Ọkpara
ahụ bịakwutere m, na-asị: Onye
ọbụla emere baptism n'aha m;
onye ahụ ka Nna [a]ga-enye Mụọ
Nsọ, dịka o nyere m; ya mere,
[b]soro m, ma mee ihe nile unu
hụrụ m mere.
13 Ya mere, ụmụnne m nwoke
ndị m hụrụ n'anya, a ma m na
ọbụrụ na unu ga-esoro Ọkpara
ahụ, jiri nzube juru-eju nke
obi, na-egosịghị iru-abụọ ọbụ-
la, na-enweghị aghụghọ n'iru
Chineke, mana jiri nzube nke
zịrị ezi, na-echegharị site na
mmehie unu nile, na-agbara
Nna aka-ebe na unu dị na njike-
re ibukwasị onwe unu aha nke
Kraịst, site na [a]baptism — e,
site n'iso Onye-nwe unu na
Onye-nzọpụta unu baa n'ime
mmiri, dịka okwu ya si dị, lee,
mgbe ahụ ka unu ga-enweta
Mụọ Nsọ; e, mgbe ahụ ka [b]bap-
tism nke ọkụ na nke Mụọ Nsọ
ga-abịa; na mgbe ahụ ka unu
ga-enwe ike ikwu okwu [c]n'asụ-
sụ nke ndị mụọ-ozi, ma tie

4*b* NGAN Nwa-atụrụ nke Chineke.
5*a* Mat. 3:11–17. NGAN Baptism, Mee Baptism.
7*a* Jọn 5:30. NGAN Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
8*a* 1 Nif. 11:27.
*b* NGAN Ihe Iriba-ama nke Nduru.
9*a* 2 Nif. 9:41; 3 Nif. 14:13–14; OznỌd. 22:4.
10*a* Mat. 4:19; 8:22; 9:9.
*b* Moro. 7:11; OznỌd. 56:2.
12*a* NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ.
*b* Luk 9:57–62; Jọn 12:26.
13*a* Ndị-Gal. 3:26–27.
*b* NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ; Ọkụ.
*c* 2 Nif. 32:2–3.

mkpu otuto nye Onye-Nsọ nke Israel.
14 Ma na, lee, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, otu a ka olu nke Ọkpara ahụ si bịakwute m, na-asị: Mgbe unu chegharịworo site na mmehie unu nile, ma gbaara Nna akaebe na unu dị na njikere idebe iwu-nsọ m nile, site na baptism nke mmiri, ma unu enwetala baptism nke ọkụ na nke Mụọ Nsọ, na nwe ike ikwu okwu n'asụsụ ọhụrụ, e, ọbụna nke asụsụ ndị mụọ-ozi, ma emesịa nke a unu [a]agọnarị m, ọ [b]gaara-akara unu mma na unu amataghị m ma ọlị.
15 Ma a nụrụ m otu olu site na Nna na-asị: E, okwu nile nke onye m Hụrụ n'anya bụ eziokwu ma kwesị ntụkwasị-obi. Onye ọbụla nke na-anọgide ruo ọgwụgwụ, onye ahụ ka a ga-azọpụta.
16 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, a ma m site na nke a na ma ọbụghị na mmadụ [a]ga-anọgide ruo n'ọgwụgwụ, n'iso [b]ụkpụrụ nke Ọkpara nke Chineke dị ndụ, a gaghị azọpụta ya.
17 Ya mere, na-emenụ ihe nile m gwaworo unu na m hụworo Onye-nwe unu na Onye-mgbapụta unu ga-eme; n'ihi na ọbụ maka nke a ka ejiri gosị m ha, ka unu wee mata ọnụ ụzọ-ama ahụ nke unu ga-esi baa. N'ihi na ọnụ ụzọ-ama ahụ nke unu ga-esi baa bụ nchegharị na [a]baptism site na mmiri; ma mgbe ahụ ka [b]nsachapụ nke mmehie unu nile site n'ọkụ na site na Mụọ Nsọ ga-abịa.
18 Na mgbe ahụ ka unu nọ [a]n'ụzọ a nke dị [b]wara-wara ma dị kwa mkpafa nke na-eduba na ndụ ebighi-ebi; e, unu abanyewo site n'ọnụ ụzọ-ama ahụ; unu emewo dịka iwu-nsọ nile nke Nna na Ọkpara siri dị; ma unu anatawo Mụọ Nsọ ahụ, nke [c]na-agba aka-ebe banyere Nna na Ọkpara, wee ruo n'imezu nkwa ahụ nke o kweworo, na ọbụrụ na unu banyere site n'ụzọ ahụ unu ga-anata.
19 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, mgbe unu banyeworo n'ụzọ a dị wara-wara ma dị kwa mkpafa, a ga m ajụ ma [a]emesịwo ihe nile? Lee, a sị m unu, E-e; n'ihi na unu abịarubeghị n'ebe dị anya otu a ma ọbụghị site n'okwu nke Kraịst jiri [b]okwukwe nke akwaa-akwụrụ n'ebe ọ nọ, na [c]ịdabere kpam-kpam n'ịdị mma nke ya, onye bụ dike na nzọpụta.
20 Ya mere, unu ga [a]na-aga n'iru kwudesie-ike n'ime Kraịst, na-enwe ìhè nke [b]olile-anya

14*a* Mat. 10:32–33; Alma 24:30; OznỌd. 101:1–5. NGAN Mmehie Na-enweghị Mgbaghara.
*b* 2 Pita 2:21.
16*a* Alma 5:13; 38:2; OznỌd. 20:29.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ima-atụ nke Jisus Kraịst.
17*a* Mosa. 18:10. NGAN Baptism, Mee Baptism.
*b* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
18*a* Ilu 4:18. NGAN Ụzọ.
*b* 1 Nif. 8:20.
*c* Ọlndoz. 5:29–32.
19*a* Mosa. 4:10.
*b* NGAN Okwukwe.
*c* OznỌd. 3:20.
20*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*b* NGAN Olile-anya.

na-enweghị ntụpọ, na [c]ịhụnanya nke Chineke na nke mmadụ nile. Ya mere, ọbụrụ na unu ga na-aga n'iru, n'eri oriri n'elu okwu nke Kraịst, ma [d]nọgide ruo n'ọgwụgwụ, lee, otu a ka Nna kwuru: Unu ga-enwe ndụ ebighi-ebi.

21 Ma ugbua, lee, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, nke a bụ [a]ụzọ; ma [b]ọdịghị ụzọ ọzọ ma-ọbụ [c]aha enyere n'okpuru elu-igwe nke mmadụ ga-esi nwe nzọpụta n'ala-eze nke Chineke. Ma ugbua, lee, nke a bụ [d]ozizi nke Kraịst, ma bụrụkwa nanị [e]ozizi nke ezi-okwu nke Nna, na nke Ọkpara, na nke Mụọ Nsọ, nke bụ [f]otu Chineke, na enweghị nsọtụ. Amen.

## ISI 32

*Ndị mụọ-ozi na-ekwu okwu site n'ike nke Mụọ Nsọ—Ndị mmadụ ga-ekperịrị ekpere ma nweta mmụta nke onwe ha site na Mụọ Nsọ. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua, lee, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, a na m eche na unu ga-na-atụgharị uche otu ọbụla n'ime obi unu nile gbasara ihe unu ga-eme mgbe unu banyeworo site n'ụzọ ahụ. Ma na, lee, gịnị mere unu ji na-atụgharị uche maka ihe nile ndị a n'ime obi unu?

2 Unu echetaghị na a sịrị m unu na mgbe unu [a]nwetaworo Mụọ Nsọ, unu pụrụ ikwu okwu [b]n'asụsụ nke ndị mụọ-ozi? Ma ugbua, olee otu unu ga-esi kwuo okwu n'asụsụ nke ndị mụọ-ozi ma ọbụghị site na Mụọ Nsọ?

3 [a]Ndị mụọ-ozi na-ekwu okwu site n'ike nke Mụọ Nsọ; ya mere, ha na-ekwu okwu nile nke Kraịst. Ya mere, a gwara m unu, [b]n'eri nu oriri n'elu okwu nile nke Kraịst; n'ihi na lee, okwu nile nke Kraịst ga-agwa unu ihe nile unu kwesịrị ime.

4 Ya mere, ugbua mgbe m kwusịworo okwu ndị a, ọbụrụ na unu enweghị ike ịghọta ha, ọ ga-abụ n'ihi na unu [a]ajụghị ajụjụ, ọbụghị ma unu kụrụ aka; ya mere, ewebataghị unu n'ime ìhè, mana unu ga-alarịrị-n'iyi n'ọchịchịrị.

5 N'ihi na lee, ọzọ, a sị m unu na ọbụrụ na unu ga-abata site n'ụzọ ahụ, ma nata Mụọ Nsọ ahụ, ọ ga egosị unu ihe nile unu kwesịrị ime.

6 Lee, nke a bụ ozizi nke Kraịst, ma agaghị enwe kwa ozizi ọzọ aga-enye wee ruo mgbe o [a]gosipụtaworo onwe ya nye unu n'anụ arụ. Ma mgbe ọ ga egosịpụta onwe ya nye unu n'anụ arụ, ihe nile ọ ga-agwa unu ka unu ga na-eleru anya na-eme.

20*c* ngan Ịhụnanya.
*d* ngan Nọgide.
21*a* Ọlndoz. 4:10–12; 2 Nif. 9:41; Alma 37:46; OznỌd. 132:22, 25.
*b* Mosa. 3:17.
*c* ngan Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
*d* Mat. 7:28; Jọn 7:16–17.
*e* ngan Chineke, Chi-ukwu.
*f* 3 Nif. 11:27, 35–36. ngan Ịdị n'Otu.
**32** 2*a* 3 Nif. 9:20.
*b* 2 Nif. 31:13.
3*a* ngan Mụọ-ozi nile.
*b* Jer. 15:16.
4*a* ngan Rịọ (Jụọ).
6*a* 3 Nif. 11:8.

7 Ma ugbua mụ, Nifaị, aga-
ghị ekwu karịa; Mụọ ahụ na-
akwụsị m ikwu-okwu, ma a
hapụrụ m ka m na-eru uju
n'ihi [a]ekweghị-ekwe, na ajọọ-
omume, na amaghị ama, na
ịkpọ-ekwe-nkụ nke ụmụ mma-
dụ; n'ihi na ha agaghị achọ
mmụta, ma-ọbụ ghọta nnukwu
mmụta, mgbe enyere ha ya n'ụ-
dị dị [b]mfe nghọta, ọbụna
dịka ikwe nghọta dịka okwu
nwere ike ịdị.
8 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke ndị m hụrụ n'anya a matara
m na unu ka na-atụgharị uche
n'ime obi unu nile; ma ọ na-
ewute m na m ga-ekwuriri
okwu gbasara ihe nke a. N'ihi
na ọbụrụ na unu ga-aña ntị
n'olu Mụọ ahụ nke na-akụziri
mmadụ ikpe ekpere, unu
ga-amata na unu [a]ga-ekperiri
ekpere; n'ihi na [b]mụọ ọjọọ ana-
ghị akụziri mmadụ ikpe ekpe-
re, kama ọ na-akụziri ya na o
kwesịghị ka o kpe ekpere.
9 Ma na lee, a sị m unu na unu
ga [a]na-ekperịrị ekpere oge nile,
na adaghị mba; ka unu ghara
imere Onye-nwe ihe ọbụla ma
ọbụghị na unu ga-ebu ụzọ
kpee ekpere nye Nna [b]n'aha
nke Kraịst, ka o doo ihe ọbụla
unu na-eme nsọ nye unu, ka
ihe unu ga na-eme wee bụrụ
maka [c]ọdịmma nke mkpụrụ-
obi unu.

## ISI 33

*Okwu nile nke Nifaị bụ ezi-okwu — Ha na-agba-ama maka Kraịst — Ndị nile kwere na Kraịst ga-ekwere n'okwu nile nke Nifaị nke ga-eguzo dịka ihe aka-ebe n'iru oche-ikpe. Ihe dịka n'afọ 559 ruo 545 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua mụ, Nifaị, agaghị
enwe ike idecha ihe nile ndị
akụziri n'etiti ndị m; ọbụghị ma
m [a]dị ike n'ide ihe, dịka n'ikwu
okwu; n'ihi na mgbe mmadụ ji
ike nke Mụọ Nsọ [b]na-ekwu
okwu, ike nke Mụọ Nsọ na-
eburu ya baa ruo n'obi nile nke
ụmụ nke mmadụ.
2 Mana lee, e nwere ọtụtụ ndị
ga [a]emesi obi ha ike megide
Mụọ Nsọ, na ọ gaghị enwe ọnọ-
dụ n'ime ha; ya mere, ha na-
atụfu ọtụtụ ihe ndị e dere ede
ma na-ewere ha dịka ihe efu.
3 Ma mụ, Nifaị, edewo ihe
m deworo, ma ana m ewere
ya dịka ihe [a]oke ọnụ ahịa, ma
nke ka nke nye ndị m. N'ihi
na a na m [b]ekpe ekpere esepụ-
ghị-aka maka ha n'ehihie, ma
anya m abụọ na-ede ohiri-isi
m mmiri n'abalị, n'ihi ha;
ma a na m ebeku Chineke m
n'okwukwe, ma a ma m na o
ga-anụ akwa nke m.
4 Ma a ma m na Onye-nwe
Chineke ga-edo ekpere m nsọ

7*a* NGAN Ekweghị-ekwe.
*b* 2 Nif. 31:2–3; Jekọb 4:13.
8*a* NGAN Ekpere.
*b* Mosa. 4:14. NGAN Ekwensu.
9*a* 3 Nif. 20:1; OznỌd. 75:11.
*b* Moses 5:8.
*c* Alma 34:27.
**33** 1*a* Ita 12:23–24.
*b* OznỌd. 100:7–8.
2*a* Hil. 6:35–36.
3*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụwọ-nsọ nile.
*b* Inọs 1:9–12; OkwMọm. 1:8.

ka ọ bara ndị m uru. Ma okwu
nile nke m deworo na-adịghị
ike ka a ga-eme ka ha [a]sie ike
nye ha; n'ihi na ọ [b]na-agba ha
ume ime ihe ọma; ọ na-eme ka
ha mata maka ndị nna ha; ma ọ
na-ekwu kwa maka Jisus, ma
na-agba ha ume ikwere na Ya,
na nọgide ruo n'ọgwụgwụ, nke
bụ ndụ [c]ebighi-ebi.
5 Ma ọ na [a]ekwu n'olu-ike me-
gide mmehie, dịka [b]ịdị mfe na
nghọta nke ezi-okwu ahụ siri
dị; ya mere, ọdịghị onye ga-
ewe iwe n'okwu nile m deworo
ma ọbụghị na ọ ga-abụ onye
nwere mụọ nke ekwensu.
6 A na m enwe añụrị n'ikwu
okwu dị mfe nghọta; A na m
enwe añụrị n'ezi okwu; A na m
enwe añụrị na Jisus m, n'ihi na
ọ [a]gbapụtawo mkpụrụ-obi m
site n'ala-mụọ.
7 E nwere m [a]afọ-ọma maka
ndị m, na nnukwu okwukwe
na Kraịst na a ga m ezute ọtụtụ
mkpụrụ-obi n'enweghị ntụpọ
n'oche-ikpe Ya.
8 E nwere m afọ-ọma maka
[a]ndị Juu — A sị m Juu, n'ihi na a
na m ekwu ndị ahụ bụ ebe m
siri bịa.
9 E nwekwara m afọ-ọma maka
[a]ndị Jentaịlụ. Mana lee, n'ihi na
ọdịghị onye ọbụla n'ime ndị a m
nwere ike inwe olile-anya ma
ọbụghị na a [b]ga-emere ha udo
nyefee Kraịst, ma baa n'ime
[c]ọnụ-ụzọ-ama ahụ dị mkpafa, ma
[d]na-aga ije n'ụzọ ahụ dị [e]wara-
wara nke na-edụba na ndụ, ma
na-aga n'ụzọ ahụ ruo ọgwụ-
gwụ nke ụbọchị mnwale ahụ.
10 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n'anya, na
kwa ndị Juu, na unu nile nsọtụ
nile nke ụwa, ñaa ntị n'okwu
ndị a nile ma [a]kwere na Kraịst;
ma ọbụrụ na unu ekweghị n'o-
kwu nile ndị a, kwere na Kraịst.
Ma ọbụrụ na unu ga-ekwere na
Kraịst unu ga-ekwere [b]n'okwu
nile ndị a, n'ihi na ha bụ [c]okwu
nke Kraịst, ma o nyewo m ha;
ma ha [d]na-akụziri mmadụ nile
na ha kwesịrị ime ihe ọma.
11 Ma ọbụrụ na ha abụghị
okwu nke Kraịst, kpebie nụ —
n'ihi na Kraịst ga-egosị unu,
jiri [a]ike na nnukwu ebube, na
ha bụ okwu ya, n'ụbọchị ikpea-
zụ; ma unu na mụ ga-eguzo
n'iru n'iru [b]n'oche ikpe ahụ; ma
unu ga-amata na o nyewo m
iwu ide ihe ndị a nile, na-agba-
nyeghị adịghị ike m.
12 Ma a na m ekpere Nna ahụ
n'aha nke Kraịst ka ọtụtụ n'ime
anyị, ma ọbụghị anyị nile,
ga-abụ ndị a ga-azọpụta [a]n'ala-

4*a* Ita 12:26–27.
*b* Moro. 7:13.
*c* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
5*a* 1 Nif. 16:1–3; 2 Nif. 9:40.
*b* 2 Nif. 31:3; Jekọb 4:13.
6*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
7*a* NGAN Afọ-ọma.
8*a* NGAN Ndị Juu.
9*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* 2 Nif. 9:41.
*d* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*e* Hil. 3:29–30; OznỌd. 132:22.
10*a* NGAN Kwere, Nkwenye.
*b* NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*c* Moro. 10:27–29.
*d* 2 Nif. 25:28.
11*a* Ita 5:4; Moro. 7:35.
*b* Mkpu. 20:12; Moro. 10:34.
12*a* NGAN Ebube Selestịal.

eze ya na nnukwu na ụbọchị
ikpeazụ ahụ.
13 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke ndị m hụrụ n'anya, ndị
nile bụ ndị nke ụlọ nke Israel,
na unu nile nsọtụ nile nke ụwa,
a na m agwa unu okwu dịka
olu onye na-ebe [a]akwa site n'u-
zuzu: Nọdunu mma ruo mgbe
nnukwu ụbọchị ahụ ga-abịa.
14 Ma unu ndị na-agaghị eke-
ta oke n'idi mma nke Chineke,
ma sọpụrụ [a]okwu nile nke ndị
Juu, na kwa [b]okwu m nile, na
okwu nile ga-esi n'ọnụ nke
Nwa-atụrụ Chineke pụta, lee, a
na m asị unu nọdụ mma mgbe
nile na-adigide, n'ihi na okwu
ndị a [c]ga-ama unu ikpe n'ụbọchị
ikpeazụ.
15 N'ihi na ihe m rachiworo
n'elu ụwa, ka a ga-ewepụta me-
gide unu [a]n'oche ikpe; n'ihi na
otu a ka Onye-nwe nyeworo m
iwu, ma a ga m eruberịrị isi.
Amen.

# AKWỤKWỌ NKE JEKỌB

NWANNE NWOKE NKE NIFAỊ

Okwu nile nke nkwusa ozi-ọma ya nye ụmụnne ya nwoke. O tinyere nwoke onye nke chọworo ịkwada ozizi nke Kraịst na mgbagwọjụ-anya. Mkpụrụ okwu ole na ole gbasara akụkọ nke ndị Nifaị.

## ISI 1

*Jekọb na Josef wee chọọ ịtụgharị obi ndị mmadụ ịkwere na Kraịst na-idebe iwu-nsọ ya nile—Nifaị wee nwụọ—Ajọọ-omume wee jupụta n'etiti ndị Nifaị. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

N'IHI na lee, o wee ruo mgbe
iri afọ ise na afọ ise gafe-
woro site n'oge ahụ Lihaị ha-
pụrụ Jerusalem; ya mere, Nifaị
nyere mụ [a]Jekọb, [b]iwu gbasara
[c]epekele ndị ntakịrị, ndị ọbụ
n'elu ha ka a kanyere ihe ndị a.
2 Ma o nyere mụ, Jekọb, iwu
ka m dee n'elu epekele ndị a ihe
ole na ole ndị m chere na ha
kachasịrị dị mkpa; na mụ aga-
ghị ebitụ aka ma ọbụghị na ọbụ
na nke-nke, gbasara akụkọ nke
ndị a bụ ndị a na-akpọ ndị nke
Nifaị.
3 N'ihi na o kwuru na akụkọ
nke ndị ya ka a ga-akanye n'elu
epekele ya ndị ọzọ, ma na m ga-
edokwa epekele ndị a ma nyefee

13*a* Aisa. 29:4;
2 Nif. 26:16.
14*a* NGAN Bible.
*b* NGAN Akwụkwọ nke
Mọmọn.
*c* 2 Nif. 29:11;
Ita 4:8–10.
15*a* OkwMọm. 1:11.
[JEKỌB]
**1** 1*a* NGAN Jekọb, Nwa-
nwoke nke Lihaị.
*b* Jekọb 7:27.
*c* 2 Nif. 5:28–33;
Jekọb 3:13–14.
NGAN Ekpele nile.

ha na-agbada, nye mkpụrụ-afọ
m, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
4 Ma ọbụrụ na e nwere ikwu-
sa ozi-ọma nke dị nsọ, ma-ọbụ
mkpughe nke dị ukwuu, ma-
ọbụ ibu-amụma, na m ga-aka-
nye [a]isi okwu ha nile n'elu epe-
kele ndị a, ma rụtụ ha aka otu o
si kwe omume, n'ihi Kraịst, na
n'ihi ndị nke anyị.
5 N'ihi na maka okwukwe na
nnukwu nchekasị, e mewo n'ezi
okwu ka anyị mata gbasara ndị
nke anyị, ihe ndị [a]ga-eme ha.
6 Ma anyị nwetakwara ọtụtụ
mkpughe, na mụọ nke nnukwu
ibu-amụma; ya mere, anyị ma-
tara maka [a]Kraịst na ala-eze ya,
nke ga-abịa.
7 Ya mere anyị rụsịrị ọrụ ike
n'etiti ndị nke anyị, ka anyị
wee tụgharịa obi ha [a]ịbịakwute
Kraịst, ma keta oke n'ịdị mma
nke Chineke, ka ha wee baa
n'ime [b]izu-ike ya, na eleghị
anya ọ ga-añụ iyi n'oke iwe ya
na ha agaghị [c]aba n'ime, dịka
n'ụdị [d]mkpasu-iwe n'ụbọchị ni-
le nke ọnwụnwa mgbe ụmụ
nke Israel nọ n'ime [e]ọzara.
8 Ya mere, anyị ga-ekpere
Chineke ka anyị wee nwe ike
tụgharịa obi ndị mmadụ nile
ka ha ghara [a]inupu-isi megide
Chineke, [b]ịkpasu ya iwe, ma na
ka ndị mmadụ nile wee kwere
na Kraịst, ma lekwasị anya n'ọ-
nwụ ya, ma taa ahụhụ nke [c]obe
ya ma buru ihere nke ụwa; ya
mere, mụ, Jekọb, e werewo ya
n'isi onwe m imezu iwu nke
nwanne m nwoke Nifaị.
9 Ugbua Nifaị malitere ime
okenye ma ọ hụrụ na ya [a]ga-
anwụrịrị na nso; ya mere, o [b]tere
otu nwoke mmanụ ka ọ bụrụ
eze na onye-ọchịchị n'etiti ndị
ya ugbua, dịka ọchịchị nile nke
[c]ndị eze siri dị.
10 Ndị mmadụ, ebe ha hụrụ
Nifaị n'anya karịa, ya, ebe ọ bụ-
woro oke onye-nchekwa nye ha,
ebe o jiworo [a]mma agha nke
Leban mee ihe mgbochị nke
ha, ma ebe ọrụsịworo ọrụ ike
n'ụbọchị ya nile n'ihi ọdịmma
nke ha—
11 Ya mere, ndị mmadụ chọsị-
rị ike idota aha ya na ncheta. Ma
onye ọbụla nke ga-achị n'ọnọ-
dụ ya ka ndị mmadụ kpọrọ,
Nifaị nke abụọ, Nifaị nke atọ,
ma otu ahụ gaa n'iru, dịka
ọchịchị nile nke ndị eze siri
dị; ma otu a ka ndị mmadụ siri
na-akpọ ha, ha zaa aha ọbụla dị
ha mma.
12 Ma o wee ruo na Nifaị
nwụrụ.
13 Ugbua ndị mmadụ na-abụ-
ghị [a]ndị Leman bụ [b]ndị Nifaị;
otu o sila dị, a na-akpọ ha ndị

4*a* NB Ihe nile dị mkpa e depụtara n'usoro, nke na-achị achị.
5*a* 1 Nif. 12.
6*a* 1 Nif. 10:4–11; 19:8–14.
7*a* 2 Nif. 9:41; Omnai 1:26; Moro. 10:32.
*b* NGAN Izu-ike.
*c* Ọnọgụ. 14:23; Deut. 1:35–37; OznỌd. 84:23–25.
*d* Ndị-Hib 3:8.
*e* Ọnọgụ. 26:65; 1 Nif. 17:23–31.
8*a* NGAN Nnupụ-isi.
*b* 1 Nif. 17:30; Alma 12:36–37; Hil. 7:18.
*c* NAJS, Mat. 16:25–26; Luk 14:27.
9*a* 2 Nif. 1:14.
*b* NGAN Ite Mmanụ.
*c* 2 Nif. 6:2; Jarọm 1:7.
10*a* 1 Nif. 4:9; 2 Nif. 5:14; OkwMọm. 1:13; Mosa. 1:16; OznỌd. 17:1.
13*a* Inọs 1:13; OznỌd. 3:18.
*b* NGAN Ndị Nifaị.

Nifaị, ndị Jekọb, ndị Josef, [c]ndị
Zorọm, ndị Leman, ndị Lemuel,
na ndị Ịshmel.
14 Mana mụ, Jekọb, site ugbua
agaghị eji aha ndị a ekewa ha,
ma na aga m [a]akpọ ha ndị
Leman ndị na-achọ ibibi ndị
nke Nifaị, na ndị nke ha na ndị
nke Nifaị dị na mma aga m
akpọ ha [b]ndị Nifaị, ma-ọbụ [c]ndị
nke Nifaị, dịka ọchịchị nile nke
ndị eze siri dị.
15 Ma ugbua o wee ruo na ndị
nke Nifaị, n'okpuru ọchịchị nke
eze nke abụọ, malitere ito n'ime-
si obi ha ike, ma tinye onwe ha
n'ụdị ime ajọọ-omume dị iche
iche dịka nke Devid nke mgbe
ochie ịchọsi ọtụtụ [a]ndịnyom
ike na enyi ndịnyom, na kwa
Solomon, nwa ya.
16 E, ma ha malitekwara ịchọ
nnukwu ọla-edo na ọla-ọcha,
ma malite ibuli onwe ha elu
n'ụdị mpako.
17 Ya mere mụ, Jekọb, nyere
ha okwu ndị a oge m na-akụziri
ha ihe n'ime [a]temple, ebe m
nwetaworo [b]ije-ozi m site n'aka
Onye-nwe.
18 N'ihi na mụ, Jekọb, na
nwanne m nwoke Josef bụ ndị
nchụ-aja na ndị nkuzi e [a]dowo-
rorịị nsọ nke ndị a, site n'aka
nke Nifaị.
19 Ma anyị rụzuru [a]ọkpụkpọ-
oku nke anyị nye Onye-nwe,
buru n'isi anyị [b]ọrụ nile dị
n'ime ya, na-aza mmehie nile
nke ndị ahụ n'isi onwe anyị ma
ọbụrụ na anyị akụzirighị ha
okwu nke Chineke site n'ịrụsi
ọrụ nile ike; ya mere, site n'iji
ike anyị rụọ ọrụ anyị [c]ọbara
ha agaghị abịakwasị uwe anyị
nile; ma ọbụghị otu a, ọbara ha
ga-abịakwasị uwe anyị nile, ma
agaghị enweta anyị na-enwe-
ghị ntụpọ n'ụbọchị ikpeazụ.

## ISI 2

*Jekọb kwutọrọ ịhụ akụ na ụba n'a-
nya, mpako, na adịghị ọcha—Ndị
mmadụ nwere ike ịchọ akụ na ụba
iji nyere ndị mmadụ ibe ha aka—
Jekọb megidere omume nke ịlụ ọtụ-
tụ ndịnyom na-enweghị ikike—
Onye-nwe na-enwe mmasị n'ịdị
ọcha nke ụmụ nwanyị. Ihe dịka
n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ
Kraịst.*

Okwu nile nke Jekọb, nwanne
nwoke nke Nifaị, gwara ndị
nke Nifaị, mgbe Nifaị nwụsiri:
2 Ugbua, ụmụnne m nwoke
ndị m hụrụ n'anya, mụ, Jekọb,
dịka ihe dịrị m nke m nọ n'o-
kpuru ya nye Chineke, ibulite
ọkwa-ọrụ nke m n'anya udo, ma
na m ga-asachapụ uwe m nile
site na mmehie unu, a bịalitere
m n'ime temple n'ụbọchị nke a
ka m wee kwupụtara unu okwu
nke Chineke.
3 Ma unu onwe unu matara na
site na mbụ a na m arụsị ọrụ ike

13*c* 1 Nif. 4:35; 4 Ne. 1:36–37.
14*a* Mosa. 25:12; Alma 2:11.
*b* 2 Nif. 4:11.
*c* 2 Nif. 5:9.
15*a* OznỌd. 132:38–39.
17*a* 2 Nif. 5:16. NGAN Temple, Ụlọ nke Onye-nwe.
*b* NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku.
18*a* 2 Nif. 5:26.
19*a* NGAN Ọkwa-ọrụ, Onye-ọrụ.
*b* OznỌd. 107:99–100. NGAN Okwa-ọrụ, Onye-ọrụ.
*c* 2 Nif. 9:44.

n'ime ọkwa-ọrụ nke ọrụ nke
ọkpụkpọ; mana mụ n'ụbọchị
taa, ibu na-anyida m site n'inwe
nnukwu ọchịchọ na nchekasị
maka ọdịmma nke mkpụrụ-obi
unu karịa otu ọ na-adị m na
mbụ.
4 N'ihi na lee, ruo ugbua, unu
na-enwe irube-isi nye okwu nke
Onye-nwe, bụ nke m nyeworo
unu.
5 Mana lee, ñaanụ m ntị, ma
mata na site n'enyem-aka nke
Onye-okike nke elu-igwe na
ụwa ahụ kachasị ike, e nwere m
ike ịgwa unu gbasara [a]echiche
unu nile, otu ọ siri bụrụ na unu
na-amalite ịrụ-ọrụ n'ime mme-
hie, bụ mmehie nke pụtara ihe
arụ dị ukwuu nye m, e, na bụrụ
ihe arụ nye kwa Chineke.
6 E, ọ na-ewuta mkpụrụ-obi m
na-eme ka m sụlaa n'ihere n'iru
Onye-meworo m, na m ga-agba-
rịrị ama nye unu gbasara ajọọ-
ọmume nke obi unu.
7 Na kwa ọ na-ewuta m na m
ga-eji [a]nnukwu enweghị-egwụ
ha otu a na-ekwu gbasara unu,
n'iru ndị nwunye unu na ụmụ
unu, ọtụtụ ndị mmetụta n'obi
ha dịkarịrị nro na [b]ọcha mme-
korịta ma dị nro n'iru Chineke,
nke bụ ihe dị mmasị nye kwa
Chineke.
8 Ma e werewo m ya na ha
abịalitewo nso ịnụrụ [a]okwu dị
mmasị nke Chineke; e, okwu
nke na-agwọ obi nwere mme-
ru-arụ.
9 Ya mere, ọ na-anyịgbu mkpụ-
rụ-obi m na a ga-akwagide m,
n'ihi iwu-nsọ siri ike m natawo-
ro, site n'aka Chineke, ịdụ unu
ọdụ dịka imebi-iwu unu nile
siri dị, ime ka mmeru-arụ nke
ndị merụworọrịị arụ buo ibu,
karịa ịkasi-obi na ịgwọ mmeru-
arụ ha nile; ma ndị nke na
emerụbeghị arụ, karịa inwe
oriri n'elu okwu dị mmasị nke
Chineke, nwere nke-nke-mma
pịrị-ọnụ e debere iji dụpuo
mkpụrụ-obi ha nile ma merụọ
echiche ha dị nro arụ.
10 Mana, na-agbanyeghị ịdị
ukwuu nke ọrụ ahụ, aga m eme
dịka [a]iwu-nsọ nile siri ike nke
Chineke, ma gwa unu gbasara
ajọọ-omume na ihe arụ nile
unu, n'iru ndị dị ọcha n'obi, na
ndị obi tiwara etiwa, na n'o-
kpuru [b]ndupu nke ile-anya nke
Chineke nke Pụrụ Ime Ihe nile.
11 Ya mere, aga m agwarịrị
unu ezi-okwu dịka [a]ikwụ-ọtọ
nke okwu Chineke siri dị. N'ihi
na lee, dịka m jụtara Onye-nwe,
otu a ka okwu ahụ siri bịara m,
na-asị: Jekọb, galite n'ime te-
mple echi, ma kwupụta okwu
nke m ga-enye gị inyeru ndị a.
12 Ma ugbua lee, ụmụnne m
nwoke, nke a bụ okwu ahụ nke
m na ekwupụtara unu, na ọtụ-
tụ n'ime unu amalitewọrịị ịchọ
ọla-edo, na ọla-ọcha, na ụdị
[a]ntụ-igwe oke-ọnụ ahịa nile, nke
dị n'ala nke a, nke bụ [b]ala e
kwere na nkwa nye unu na nye

**2** 5*a* Alma 12:3;
OznỌd. 6:16.
NGAN Chineke,
Chi-ukwu.
7*a* OznỌd. 121:43.
*b* NGAN Ezigbo
Omume.
8*a* Alma 31:5.
10*a* NGAN Iwu-nsọ nile
nke Chineke.
*b* 2 Nif. 9:44.
11*a* 2 Nif. 25:4; 31:2–3.
12*a* 1 Nif. 18:25;
Hil. 6:9–11;
Ita 10:23.
*b* 1 Nif. 2:20.
NGAN Ala e Kwere
na Nkwa.

mkpụrụ-afọ unu, jupụtara ebe
ọ dị ukwuu.
13 Ma aka ahụ na-enyezu
amụkwasịwo unu amu otu ka-
chasị ịdị mmasị, na unu enwe-
tawo ọtụtụ akụ na ụba; ma
n'ihi na ụfọdụ unu enwetawo
n'uju karịa nke ụmụnne unu,
unu [a]na-afuli onwe unu elu
n'ime mpako nke obi unu nile,
ma yịkwasị ịkpọ-ekwe-nkụ na
isi mbụli-elu nile n'ihi oke onụ
ahịa nke uwe unu, ma na-eso-
gbu ụmụnne unu n'ihi na unu
na-eche na unu ka ha mma.
14 Ma ugbua ụmụnne m nwo-
ke, unu na-eche na Chineke
weere unu dịka ndị zịrị-ezi
n'ime ihe nke a? Lee, asị m unu,
E-e. Ma ọ na-ekwutọ unu, ma ọ
bụrụ na unu nọsie-ike n'ime
ihe ndị a nile, ikpe ya nile ga-
abịakwasịrịrị unu ọsọ-ọsọ.
15 O ka ọbụrụ na ọ ga egosị
unu na ya nwere ike dupuo
unu, ma jiri otu nle-anya ya, O
nwere ike ịkụda unu n'uzuzu!
16 O ka ọ zọpụta unu site na
ajọọ-omume na ihe arụ nke a.
Ma, O ka unu wee gee ntị n'o-
kwu nke iwu ya nile, ma ghara
ikwe ka [a]mpako nke obi unu a
bibie mkpụrụ-obi unu!
17 Na-eche nụ maka ụmụnne
unu nwoke dịka onwe unu,
ma nwee nụ mmetụta unu na
mmadụ nile ma na-emepu nụ
aka [a]n'ihe unu nwere, ka [b]ha
wee baa ụba dịka unu.
18 Ma tutu unu achọọ [a]akụ
na ụba, chọọ nụ [b]ala-eze nke
Chineke.
19 Ma mgbe unu nwetaworo
olile-anya n'ime Kraịst unu ga-
enweta akụ na ụba, ma ọbụrụ
na unu a chọọ ha; ma unu
ga-achọ ha maka nzube nke
[a]ime ihe-ọma — iyibe ndị gbaa
ọtọ uwe, na inye ndị agụụ na-
agụ nri, na ịdọpụta ndị a dọ-
kpụụrụ n'agha, na inye ndị ọrịa
na ndị na-enwe mmekpa-arụ
enyem-aka.
20 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, a gwawo m unu okwu gba-
sara mpako; ma ndị n'ime unu
nyeworo ndị agbata-obi unu
mmekpa arụ, ma nye ha nso-
gbu n'ihi na unu nwere mpako
n'ime obi unu, n'ihi ihe nile ndị
Chineke nyeworo unu, gịnị ka
unu kwuru maka ya?
21 Unu echeghị na ihe ndị di
otu a bụ ihe arụ nye ya bụ onye
kere anụ-arụ nile? Na otu mma-
dụ dị mkpa n'anya ya ka nke
ọzọ dị. Na anụ-arụ nile si n'u-
zuzu; na maka otu njedebe ahụ
ka ọ keworo ha, ka ha na edebe
[a]iwu-nsọ ya nile na na-eto ya
ruo mgbe nile.
22 Ma ugbua ana m eweta
ịgwa unu okwu gbasara mpako
a n'isi njedebe. Ma ọbụrụ na
ọbụghị na m ga-agwarịrị unu
okwu gbasara imebi-iwu nke
ka njọ, obi m ga-añụrị ọñụ ka-
rịa n'ihi unu.
23 Ma na okwu Chineke na-
anyịgbu m n'ihi mmebi iwu

13*a* Mọm 8:35–39.
16*a* NGAN Mpako.
17*a* NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye; Ọdịmma.
*b* 4 Ne. 1:3.
18*a* 1 Ndez. 3:11–13; Mak. 10:17–27; 2 Nif. 26:31; OznỌd. 6:7. NGAN Ụba Akụ.
*b* Luk 12:22–31.
19*a* Mosa. 4:26.
21*a* OznỌd. 11:20; Abr. 3:25–26.

unu ndị di oke njọ. N'ihi na lee, otu a ka Onye-nwe kwuru: Ndị a na-amalite na-agbasi-ike n'ajọọ-omume; ha anaghị aghọta akwụkwọ-nsọ nile, n'ihi na ha na-achọ inye onwe ha mgbanarị-ụta nke ịgba akwụnakwụna, n'ihi ihe ndị e deworo gbasara Devid, na Solomon nwa ya nwoke.

24 Lee, Devid na [a]Solomon n'ezie nwere ọtụtụ [b]ndị nwunye na ndị enyị nwanyị bụ ihe nke bụ ihe arụ n'iru m, ka Onye-nwe kwuru.

25 Ya mere, otu a ka Onye-nwe kwuru, e dupụtawo m ndị a site na ala nke Jerusalem, site n'ike nke ogwe aka m, ka m wee welitere onwe m [a]ngalaba ezi-omume site na mkpụrụ nke ukwu Josef.

26 Ya mere, mụ bụ Onye-nwe Chineke agaghị ekwe na ndị a ga-eme dịka ndị nke mgbe ochie.

27 Ya mere, ụmụnne m nwoke, nụrụ nụ olu m, ma ñaa ntị n'okwu nke Onye-nwe: N'ihi na agaghị enwe nwoke ọbụla n'etiti unu ga-enwe ma ọbụghị [a]otu nwunye; ma enyi nwanyị ọ dịghị nke ọ ga-enwe;

28 N'ihi na mụ, bụ Onye-nwe Chineke, na-enwe mmasị [a]n'ịdị ọcha mmekọrịta nke ndịnyom. Ma akwụnakwụna nile bụ ihe arụ n'iru m; otu a ka Onye-nwe nke usuu nile nke ndị agha kwuru.

29 Ya mere, ndị a ga-edebe iwu-nsọ m nile, ka Onye-nwe nke usuu nile nke ndị agha kwuru, [a]ma-ọbụ a bụọ ala ọnụ n'ihi ha.

30 N'ihi na ọbụrụ na m achọọ, ka Onye-nwe nke usuu nile nke ndị agha kwuru, iwelite [a]mkpụrụ-afọ nye onwe m, aga m enye ndị m iwu; ma ọbụghị otu a ha ga aña-ntị n'ihe ndị a.

31 N'ihi na lee, mụ, Onye-nwe, ahụwo mwute, ma nụ iru-uju nke ụmụada nke ndị nke m n'ime ala Jerusalem, e, na n'ime ala nile nke ndị m, n'ihi ajọọ-omume na ihe arụ nile nke ndị di ha.

32 Ma a gaghị m ekwe, ka Onye-nwe nke usuu nile nke ndị agha kwuru, na akwa nile nke ezigbo ụmụada nke ndị a, nke m dupụtaworo site n'ala Jerusalem, ga-agbagokwute m megide ndị nwoke nke ndị m, ka Onye-nwe nke usu nile nke ndị agha kwuru.

33 N'ihi na ha agaghị edupụ na ndọkpụ n'agha ụmụada nile nke ndị m n'ihi ịdị nro ha, ma ọbụghị na m ga-eleta ha n'oke ọbụbụ-ọnụ, ọbụna ruo kwa na mbibi; n'ihi na ha agaghị agba [a]akwụnakwụna, dịka ndị nke mgbe ochie, ka Onye-nwe nke usu nile nke ndị agha kwuru.

24*a* 1 Ndez. 11:1; Neh. 13:25–27.
*b* 1 Ndez. 11:1–3; Ezra 9:1–2; OznỌd. 132:38–39.
25*a* Jen. 49:22–26; Emọs 5:15; 2 Nif. 3:5; Alma 26:36. NGAN Lihaị, Nna nke Nifaị.
27*a* OznỌd. 42:22; 49:16. NGAN Luọ Alụlụ, Ọlụlụ Di na Nwunye.
28*a* NGAN Ịdị-ọcha Mmekọrịta.
29*a* Ita 2:8–12.
30*a* Mal. 2:15; OznỌd. 132:61–66.
33*a* NGAN Inwe Mmetụta, nke Mmetụta; Adịghị-ọcha Mmekọrịta.

34 Ma ugbua lee, ụmụnne m
nwoke, unu matara na iwu-nsọ
nile ndị a ka e nyere nna anyị,
Lihaị; ya mere, unu amatawo
ha rịị mbụ; ma unu abịakwute-
wo nnukwu amam-ikpe; n'ihi
na unu emewo ihe ndị a nile
nke unu na-ekwesịghị ime.
35 Lee, unu emewo [a]ajọọ-
omume karịa nke ndị Leman,
ụmụnne anyị ndị nwoke. Unu
etiwaala obi nile nke ndị nwu-
nye unu dị nro, ma tufuo ntụ-
kwasị-obi nke ụmụ unu, n'ihi
ọmụma-atụ ọjọọ unu n'iru ha;
na ịsụ-ude nile nke obi ha
na-arịgokwute Chineke megi-
de unu. Ma n'ihi isi ike nke
okwu Chineke, nke na-agbada-
ta megide unu, ọtụtụ obi nwụ-
rụ, adụpuru na mmeru-arụ
dị omimi.

## ISI 3

*Ndị dị ọcha n'obi na-anata okwu mmasị nke Chineke — Ezi-omume nke ndị Leman wee karịa nke ndị Nifaị — Jekọb wee baa mba megide ịkwa-iko, agụụ ịkwa iko, na mmehie nile. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

MANA lee, mụ Jekọb, ga-agwa
unu okwu bụ ndị dị ọcha n'obi.
Lekwasị Chineke anya n'ịkwụ-
sike nke obi ma kpee ekpere nye
ya n'okwukwe karịrị-akarị, ma
ọ ga akasi unu obi na mkpagbu
unu nile, ma ọ ga arịọchitere
unu, ma zidata ikpe ziri-ezi
n'arụ ndị na-achọ ibibi unu.
2 O unu nile ndị dị ọcha n'obi,
welite nụ isi unu ma nabata
okwu mmasị nke Chineke, ma
rie oriri n'elu ịhụ-n'anya ya;
n'ihi na unu nwere ike, ma
ọbụrụ na echiche unu kwusịrị
[a]ike, ruo mgbe nile.
3 Ma ahụhụ, ahụhụ, na-adịrị
unu ndị na adịghị ọcha n'obi,
bụ ndị [a]ruru inyi n'ụbọchị
nke a n'iru Chineke; n'ihi na
ma-ọbụghị na unu chegharịrị
ala ahụ ka a bụrụ-ọnụ n'ihi
unu nile; ma ndị Leman, bụ
ndị na-erughị inyi dịka unu,
otu o sila dị [b]abụrụ ha ọnụ dị
ike, ga akpagbụ unu ọbụna
ruo mbibi.
4 Ma oge ahụ na-abịa ọsọ-ọsọ,
nke bụ na ma ọbụghị na unu
chegharịrị ha ga-enwere ala
nke nketa unu, ma Onye-nwe
Chineke [a]ga-edupu ndị ezi-
omume site n'etiti unu.
5 Lee, ndị Leman ụmụnne unu
ndị nwoke, ndị unu kpọrọ asị
n'ihi iru inyi ha na ọbụbụ-ọnụ
nke bịakwasịrị akpụkpọ-arụ ha,
bụ ndị ezi-omume karịa unu;
n'ihi na ha [a]echefubeghị iwu-
nsọ nke Onye-nwe, nke e nye-
woro nna anyị — na ha ga-enwe
nanị otu nwunye, ma ndị enyị-
nwanyị ha agaghị enwe ma ọlị,
ma a gaghị enwe akwụnakwụ-
na a ga-agba n'etiti ha.
6 Ma ugbua, iwu-nsọ nke
a ha na-eleru-anya idebe ya;
ya mere, n'ihi ncheta nke a,
n'idebe iwu-nsọ a, Onye-nwe
Chineke agaghị ebibi ha, ma
na ọ ga-emere ha [a]ebere, na otu

35*a* Jekọb 3:5–7.
**3** 2*a* Alma 57:26–27.
3*a* NGAN Inyi, Iru-inyi.
*b* 1 Nif. 12:23.
4*a* Omnai 1:5–7, 12–13.
5*a* Jekọb 2:35.
6*a* 2 Nif. 4:3, 6–7; Hil. 15:10–13.

ụbọchị ha ga-aghọ ndị agọziri agọzi.

7 Lee, ndị di ha [a]hụrụ ndị nwunye ha n'anya ma ndị nwunye ha hụrụ ndị di ha n'anya; ma ndị di ha na ndị nwunye ha hụrụ ụmụ ha n'anya; ma ekweghị-ekwe ha na ịkpọ-asị ha n'ebe unu nọ bụ n'ihi ajọọ-omume nke ndị nna ha; ya mere olee otu unu siri kara ha mma, n'anya nnukwu Onye-okike unu?

8 O ụmụnne m nwoke, ana m atụ-egwu na, ma ọbụghị na unu ga-echegharị site na mmehie unu nile, na akpụkpọ-arụ ha ga-adị ọcha karịa nke unu, mgbe a ga-akpọta unu na ha n'iru oche-eze nke Chineke.

9 Ya mere, iwu-nsọ ka m na enye unu, nke bụ okwu Chineke, ka unu ghara ịkwu okwu ọjọọ ọzọ megide ha n'ihi nji nke akpụkpọ-arụ ha; ọbụghị ma unu ga-ekwu okwu ọjọọ megide ha n'ihi iru inyi ha; ma na unu ga-echeta iru inyi nke onwe unu, ma cheta na iru inyi ha sitere n'ebe ndị nna ha nọ bịa.

10 Ya mere unu ga-echeta [a]ụmụ unu, otu o siri bụrụ na unu akpasuwo obi ha iwe n'ihi ịma-atụ nke unu tọworo n'iru ha; na kwa, cheta na unu nwere ike, n'ihi iru inyi unu, wetara ụmụ unu ịla n'ịyi, ma wụkwasa mmehie ha nile n'elu isi unu n'ụbọchị ikpeazụ.

11 O ụmụnne m nwoke, ñaa nụ ntị n'okwu m nile; kpọte nụ ike nile nke mkpuru-obi unu; megharịa ahụ unu ka unu wee [a]teta n'oke ụra nke ọnwụ; ma tọpụ onwe unu site na ihe mgbu nile nke [b]ala-mụọ ka unu ghara ịghọ [c]ndị mụọ-ozi nye ekwensu, a ga-atụba n'ime ọdọ ọkụ na nkume ọkụ ahụ nke bụ [d]ọnwụ nke ugboro abụọ.

12 Ma ugbua mụ, Jekọb, kwuru ọtụtụ ihe ndị karịrị nye ndị nke Nifaị, na-adọ ha aka na ntị megide [a]ịkwa iko na [b]agụụ ịkwa iko, na ụdị mmehie nile, na-agwa ha ihe nile jọrọ njọ na-eso ha.

13 Ma otu ụzọ n'ime otu narị ihe gbasara ndị a, ndị maliteworo ugbua ịdị ọtụtụ, a gaghị enwe ike ide ya n'elu [a]epekele ndị a; ma na ọtụtụ n'ime ihe gbasara ha ka e dere n'elu epekele ndị ka ukwuu, ma agha ha nile, na ndọrọ-ndọrọ ha nile, na ọchịchị nile nke ndị eze ha nile.

14 Epekele ndị a ka a na akpọ epekele nke Jekọb, ma e mere ha site n'aka nke Nifaị. Ma m na-eme nkwụsị nke okwu ndị a nile.

## ISI 4

*Ndị-amụma nile fere Nna ahụ ofufe n'aha Kraịst — Onyinye Abraham nyere Aịsak bụ n'ụdị*

7*a* NGAN Ezi na Ụlọ; Ịhụnanya.
10*a* NGAN Nwa-ntakịrị, Ụmụ-ntakịrị.
11*a* Alma 5:6–9.
*b* NGAN Ala-mụọ.
*c* 2 Nif. 9:8–9.
*d* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
12*a* NGAN Ịkwa-iko dị n'etiti ndị Na-alụghị Alụlụ.
*b* NGAN Ọchịcho nke Anụ Arụ; Ajọọ, Ajọọ Omume.
13*a* 1 Nif. 19:1–4; Jekọb 1:1–4.

*pụtara ìhè nke Chineke na Onye Ọ mụrụ nanị ya—Ndị mmadụ kwesịrị ime udo ha na Chineke site n'Aja mgbaghara mmehie ahụ—Ndị Juu ga ajụ okwute ntọ-ala ahụ. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA lee, o wee ruo na mụ, Jekọb, ebe m kwusaworo ozi-ọma nnukwu nye ndị m n'okwu, (ma enweghị m ike ide ma-ọbụghị nke ntakịrị nke okwu m nile, n'ihi isi-ike nke ịkanye okwu anyị n'elu epekele) ma anyị matara na ihe nile anyị na-ede n'elu epekele ga-adịgiderịrị;
2 Mana ihe ọbụla anyị dere n'elu ihe ọbụla ma ọbụghị n'elu epekele ga-alarịrị n'iyi ma pụọ n'anya; ma na anyị nwere ike ide okwu ole na ole n'elu epekele, nke ga-enye ụmụ anyị, na kwa ụmụnne anyị nwoke anyị hụrụ n'anya, nwantịntị ọmụma ihe gbasara anyị, ma-ọbụ gbasara ndị nna ha—
3 Ugbua n'ime ihe nke a anyị na-añụrị ọñụ; ma anyị na-arụsi ọrụ ike ịkanye okwu ndị a n'elu epekele, na-enwe olile-anya na ụmụnne anyị nwoke anyị hụrụ n'anya na ụmụ anyị ga-anata ha n'obi nke ekele, ma lekwasị ha anya ka ha wee mụta ihe n'obi ọñụ na abụghị na mwute, ọbụghị ma-ọbụ na nlelị, gbasara nne na nna mbụ ha.
4 N'ihi na ọ bụ maka nzube ndị a ka anyị deworo ihe ndị a, ka ha wee mata na anyị [a]matara maka Kraịst, na anyị nwere olile-anya nke otuto ya ọtụtụ narị afọ tutu ọbịbịa ya; ma ọbụghị nanị anyị n'onwe anyị nwere olile-anya nke otuto ya, ma kwa [b]ndị-amụma dị nsọ nile ndị nọ tutu anyị.
5 Lee, ha kwere na Kraịst ma na-efe Nna ahụ ofufe n'aha ya, na anyị kwa [a]na-efe Nna ahụ ofufe n'aha ya. Ma n'ihi nzube nke a anyị na-edebe [b]iwu nke Moses, ebe ọ [c]na arụtụrụ mkpụrụ obi anyị aka n'ebe ọ nọ; ma n'ihi nke a e doro ya nsọ nye anyị maka ezi-omume, ọbụna dịka esị gụkọrọ Abraham n'ime ọzara ka ọ na-erube-isi nye iwu nile nke Chineke n'inyepụ nwa ya nwoke Aịsak, nke bụ n'ụdị pụtara ìhè nke Chineke na otu [d]Ọkpara Ọ Mụrụ Nanị Ya.
6 Ya mere, anyị na-achọ ndị-amụma ahụ, ma anyị na-enwe ọtụtụ mkpughe na mụọ nke [a]ibu-amụma; ma ebe anyị nwetaworo [b]ịgba ama nile ndị a, anyị nwetara olile-anya, na okwukwe anyị aghọwo akwa akwụrụ, nke mere na anyị n'ezi okwu nwere ike [c]inye iwu [d]n'aha nke Jisus ma osisi ndị ahụ e wee mee ihe anyị kwuru,

**4** 4*a* NGAN Jisus Kraịst.
*b* Luk 24:25–27; Jekọb 7:11; Mosa. 13:33–35; OznỌd. 20:26.
5*a* Moses 5:8.
*b* 2 Nif. 25:24; Jarọm 1:11; Mosa. 13:27, 30; Alma 25:15–16. NGAN Iwu nke Moses.
*c* Ndị-Gal. 3:24.
*d* Jen. 22:1–14; Jọn 3:16–18. NGAN A Mụrụ Nanị Ya.
6*a* NGAN Buo Amụma, Ibu-amụma.
*b* NGAN Aka-ebe.
*c* NGAN Ike.
*d* Ọlndoz. 3:6–16; 3 Nif. 8:1.

ma-ọbụ ugwu-ukwu nile, ma-
ọbụ mfeghari̩ mmiri nke oke
osimiri ahụ.
7 Otu o sila dị, Onye-nwe
Chineke na-egosị anyị [a]adịghị-
ike anyị ka anyị wee mata na
ọbụ site n'amara ya, na nnu-
kwu mwedata-onwe nye ụmụ
nke mmadụ, ka anyị jiri nwe
ike ime ihe ndị a.
8 Lee, nnukwu na ịdị ịtụ n'a-
nya ka ọrụ nile nke Onye-nwe
dị. O lee [a]ekweghị-nchọta ka
[b]ịdị omimi nile nke ihe omimi
nile nke ya dị; ma okweghị
omume na mmadụ ga achọpụ-
ta ụzọ ya nile. Ma ọdịghị mma-
dụ [c]matara maka [d]ụzọ ya nile
ma ọbụghị na e kpughere ya
nye ya; ya mere, ụmụnne
m nwoke, elelịkwala nkpughe
nile nke Chineke.
9 N'ihi na lee, site n'ike nke
[a]okwu ya, [b]mmadụ pụtara n'elu
iru nke ụwa ahụ, bụ ụwa nke
e kere site n'ike nke okwu ya.
Ya mere, ọbụrụ na Chineke ebe
o nwere ike ikwu okwu ma ụwa
adị, na ikwu okwu ma e kee
mmadụ, O mgbe ahụ gịnị mere
o nweghị ike inye [c]ụwa iwu,
ma-ọbụ ọrụ aka nke aka ya nile
n'elu iru ya, dịka ọchịchọ na
mmasị ya si dị?
10 Ya mere, ụmụnne m nwoke,
achọla ka unu nye Onye-nwe
[a]ndụmọdụ, kama chọọ ịnata
ndụmọdụ n'aka ya. N'ihi na lee,
unu onwe unu matara na Ọ na-
enye ndụmọdụ na [b]amamihe, na
n'ikpe ziri ezi, na na nnukwu
ebere, n'ebe ọrụ ya nile dị.
11 Ya mere, ụmụnne m nwoke
ndị m hụrụ n'anya, mee udo
n'ebe ọ nọ site [a]n'aja mgbagha-
ra mmehie nke Kraịst, [b]Ọkpara
Ọ Mụrụ Nanị Ya, ma unu ga-
enweta [c]mbilite n'ọnwụ, dịka
ike nke mbilite n'ọnwụ ahụ nke
dị n'ime Kraịst siri dị, ma ka e
gosị unu dịka [d]mkpụrụ-mbụ
nile nke Kraịst nye Chineke,
n'inwe okwukwe, ma nweta ezi-
gbo olile-anya nke otuto n'ime
ya tutu o gosipụta onwe ya n'a-
nụ-arụ.
12 Ma ugbua, ndị m hụrụ n'a-
nya, ya atụla unu n'anya na m
na-agwa unu ihe ndị a; n'ihi
na gịnị mere unu anaghị [a]ekwu
maka aja mgbaghara mmehie
nke Kraịst ahụ, na rute n'ọmụ-
ma zuru oke maka ya, na kwa
ka unu rute n'ọmụma nke
mbilite-n'ọnwụ na ụwa nke
na-abịa abịa?
13 Lee, ụmụnne m nwoke,
onye nke na-ebu amụma, ka o
buo amụma na nghọta nke ụmụ
mmadụ; n'ihi na [a]Mụọ ahụ na-
ekwu ezi-okwu ma ọdịghị
ekwu okwu ụgha. Ya mere, ọ

7*a* Ita 12:27.
8*a* Ndi Rom 11:33–36.
*b* OznỌd. 19:10; 76:114.
NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
*c* 1 Ndị-Kọ 2:9–16; Alma 26:21–22.
NGAN Mmata-ihe.
*d* Aisa. 55:8–9.
9*a* Mọm 9:17; Moses 1:32.
*b* NGAN Kee, Okike; Nwoke, ndị Nwoke.
*c* Hil. 12:8–17.
10*a* 2 Nif. 9:28–29; Alma 37:12, 37; OznỌd. 3:4, 13.
*b* NGAN Onye Pụrụ Ịma Ihe nile; Amamihe.
11*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* Ndị-Hib 5:9.
*c* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*d* Mosa. 15:21–23; 18:9; Alma 40:16–21.
12*a* 2 Nif. 25:26.
13*a* NGAN Mụọ Nsọ; Ezi-okwu.

na-ekwu maka ihe nile dịka ha dị n'ezie, na maka [b]ihe nile dịka ha ga-adị n'ezie, ya mere, ihe ndị a ka a na-egosipụta nye anyị [c]n'ụdị na-ekwe nghọta, maka nzọpụta nke mkpụrụ-obi anyị nile. Mana lee, anyị abụghị nanị ndị na-agba aka-ebe n'ihe ndị a; n'ihi na Chineke kwukwara ha nye ndị-amụma mgbe ochie.

14 Mana lee, ndị Juu bụụrụ ndị [a]na-akpọ-ekwe-nkụ; ma ha [b]ledaworo okwu nile dị mfe nghọta anya, ma gbuo ndị-amụma nile, ma chọrọ ihe ndị ha na-enweghị ike ịghọta. Ya mere, n'ihi [c]isi ha kpuru, bụ isi bịara site n'ilefe oke ihe nlekwasị anya, ha dịrịrị mkpa ịda; n'ihi na Chineke ewepụwo ịdị-mfe-nghọta ya site n'ebe ha nọ, ma nyefee n'aka ha ọtụtụ ihe ndị ha [d]na-enweghị-ike ịghọta, n'ihi na ha chọrọ ya. Ma n'ihi na ha chọrọ ya Chineke emewo ya, ka ha wee kpọbie ụkwụ.

15 Ma ugbua mụ, Jekọb, Mụọ na-edu m ruo n'ibu-amụma, n'ihi na a hụrụ m site n'ọrụ nile nke Mụọ nke dị n'ime m, na site na [a]mkpọbi ụkwụ nke ndị Juu ha [b]ga-ajụ [c]okwute ahụ nke ha ga-ewukwasị n'elu ya ma nwe ntọ-ala na enweghị mmekpa arụ.

16 Mana lee, dịka akwụkwọ-nsọ nile siri kwuo, [a]okwute a ga-aghọ nke ukwu, na nke ikpe-azụ, na [b]ntọ-ala nke nanị ya kwesịrị ntụkwasị-obi, nke ndị Juu nwere ike iwukwasị n'elu ya.

17 Ma ugbua, ndị m hụrụ n'anya, olee otu ọ ga-esi kwe ọmume na ndị a, mgbe ha jụworo ntọ-ala ahụ kwesịrị ntụkwasị obi, ga-enwe ike [a]iwukwasị n'elu ya mgbe ọbụla, ka o wee ghọọ isi njikọ ụlọ ha?

18 Lee, ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, a ga m akọwa ihe omimi a nye unu; ọbụrụ na mụ emeghị otu a, site n'ụzọ ọbụla, nọgharịa site n'ịkwụsị-ike m n'ime Mụọ, ma kpọbie ụkwụ n'ihi oke nchekasị arụ m maka unu.

## ISI 5

*Jekọb wee ñomie Zinọs n'ihe gbasara ogologo akụkọ ịtụ ilu nke osisi-olive ụlọ na nke ọhịa—Ha bụ ihe yiri Israel na ndị Jentaịlụ—Mkposasị na mkpọkọta nke Israel bụ ihe ngosi maka ọ dị n'iru—E kwuru n'ụdị aghụghọ gbasara ndị Nifaị na ndị Leman na ụlọ nke Israel nile—Ndị Jentaịlụ ka a ga-anyakụdo n'ime Israel—E mesịa ubi-vine ahụ ka a ga-akpọ ọkụ. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

Lee, ụmụnne m nwoke, unu echetaghị na unu agụwo okwu nile nke onye-amụma [a]Zinọs,

13*b* OznỌd. 93:24.
*c* Alma 13:23.
14*a* Mat. 23:37–38; 2 Nif. 25:2.
*b* 2 Ndị-Kọ 11:3; 1 Nif. 19:7; 2 Nif. 33:2.
*c* Aisa. 44:18; Ndi Rom 11:25.
*d* 2 Nif. 25:1–2.
15*a* Aisa. 8:13–15; 1 Ndị-Kọ 1:23; 2 Nif. 18:13–15.
*b* 1 Nif. 10:11.
*c* NGAN Nkume-njikọ; Oke-nkume.
16*a* Abụọma 118:22–23.
*b* Aisa. 28:16; Hil. 5:12.
17*a* Mat. 19:30; OznỌd. 29:30.
**5** 1*a* NGAN Zinọs.

nke ọ gwara ụlọ nke Israel,
na-asị:
2 N̄aa nụ ntị, O unu ụlọ nke
Israel, ma nụrụ okwu nke m,
onye-amụma nke Onye-nwe.
3 N'ihi na lee, otu a ka Onye-
nwe kwuru, Aga m atụnyere
unu, O ụlọ nke [a]Israel, dịka [b]osi-
si olive-ụlọ, nke mmadụ weere
ma zụọ [c]n'ubi-vine ya; ma o
wee too, ma mee ochie, ma
[d]malite ire.
4 Ma o wee ruo na onye nwe
ubi-vine garuru ya nso, ma ọ
hụrụ na osisi olive ya malitere
ire; ma o wee si: Aga m abacha
ya, ma gwuo gburu-gburu ya,
ma zụọ ya, na eleghị anya o
nwere ike ipupụta ụmụ ngalaba
ndị dị nro, ma ọ gaghị ala n'iyi.
5 Ma o wee ruo na ọ bachara
ya, ma gwuo gburu-gburu ya,
ma zụọ ya dịka okwu ya siri dị.
6 Ma o wee ruo na mgbe ọtụtụ
ụbọchị gasịrị ọ malite ipupụta
ihe dịka ntakiri, ụmụ ngalaba
ndị dị nro; mana lee, nke bụ ịsị
elu ya malitere ịla n'iyi.
7 Ma o wee ruo na onye nwe
ubi-vine ahụ hụrụ ya, ma ọ sị
nwa-oru ya: Ọ na-ewute m na m
ga-atụfu osisi a; ya mere, gaa ma
kụta ngalaba nile sitere [a]n'osisi-
olive ọhịa, ma wetere m ha; ma
anyị ga akụpụ ngalaba ndị mbụ
ahụ nke na-amalite ịkpọnwụ,
ma anyị ga-atụba ha n'ime ọkụ
ka ha wee repịa.
8 Ma lee, ka Onye-nwe ubi-vi-
ne ahụ kwuru, aga m ewepụ
ọtụtụ ụmụ ngalaba ndị a dị nro,
ma a ga m anyakụdo ha ebe
ọbụla ọ soro m, ma o nweghị ihe
o mere ma a sị na mgborọgwụ
nke osisi a ga-ala-n'iyi, e nwere
m ike idokwa mkpụrụ osisi ahụ
nye onwe m; ya mere, a ga m
ewere ụmụ ngalaba ndị a dị
nro, ma aga m anyakụdo ha ebe
ọbụla ọ soro m.
9 Were ngalaba nile nke osisi-
olive ọhịa ahụ, ma nyakụdo ha,
[a]n'ọnọdụ ha; ma ndị a ndị m
kupụtaworo aga m atụba ha
n'ime ọkụ ahụ ma kpọọ ha ọkụ,
ka ha ghara ịnọchi ala nke ubi-
vine m.
10 Ma o wee ruo na nwa-
oru nke Onye-nwe ubi-vine
ahụ mere dịka okwu nke Onye-
nwe ubi-vine ahụ siri dị, ma
nyakụdo ngalaba nile nke [a]osi-
si-olive ọhịa ahụ.
11 Ma Onye-nwe ubi-vine ahụ
mere ka e gwuo gburu-gburu
ya, ma bechaa, ma zụọ, na asị
nwa-oru ya: Ọ na ewute m na m
ga-atụfu osisi a; ya mere, ka m
nwe ike eleghị anya chekwa
mgbọrọgwụ ya ka ha ghara ila
n'iyi, ka m wee chekwaa ha nye
onwe m, e mewo m ihe nke a.
12 Ya mere, gaa n'ụzọ nke
onwe gị, na-eche osisi ahụ nche,
ma na-azụ ya, dịka okwu m nile
siri dị.
13 Ma ihe ndị a ka m ga [a]edebe
n'ime ime akụkụ nke nsọtụ ubi
vine m, ebe ọbụla sọrọ m, ọ gba-
saghị gị; ma a na m eme ya ka m

3*a* Ezik. 36:8.
NGAN Israel.
*b* Ndi Rom 11:17–24.
NGAN Osisi Olive.
*c* OznỌd. 101:44.
NGAN Ubi Vine nke
Onye-nwe.
*d* NGAN Ngọnarị
Okwukwe.
7*a* Ndi Rom 11:17, 24.
9*a* Ndi Rom 1:13.
10*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
13*a* 1 Nif. 10:12.

chekwaara onwe m ụdị akụkụ
nke ngalaba nile nke osisi ahụ;
na kwa, ka m wee debe mkpụrụ
sitere na ya maka oge ọrụ, nye
onwe m; n'ihi na ọ na-ewute m
na m ga-atụfu osisi a, na mkpụ-
rụ sitere na ya.
14 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ gara, ma zoo ụdị
akụkụ nke ngalaba nile nke
osisi-olive ụlọ ahụ na nsọtụ nile
nke ubi-vine ahụ, ụfọdụ n'otu
ebe ma ụfọdụ n'ebe ọzọ, dịka
ọchịchọ na mmasị Ya siri dị.
15 Ma o wee ruo ka ogologo
oge gafere, na Onye-nwe ubi-vi-
ne ahụ wee sị nwa-oru ya: Bịa,
ka anyị gbada n'ime ubi-vine, ka
anyị wee rụọ ọrụ n'ime ubi-vi-
ne ahụ.
16 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ, na kwa nwa-oru
ya, gbadara n'ime ubi-vine ahụ
ịrụ ọrụ. Ma o wee ruo na nwa-
oru ahụ sịrị nna ya ukwu: Lee,
hụ ebe a; lee osisi ahụ.
17 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ lere ma hụ osisi
ahụ nke n'ime ya anyakụdoro
ngalaba osisi-olive ọhịa ndị ahụ;
ma o pupụtawo ma malite ịmị
[a]mkpụrụ. Ma o wee ruo hụ na ọ
dị mma; ma mkpụrụ ya dị ka
nke ụdị akụkụ mkpụrụ ahụ.
18 Ma ọ gwara nwa-oru ahụ:
Lee, ngalaba nile nke osisi ọhịa
ahụ ejidewo ịdị mmiri mmiri
nke mgbọrọgwụ ya, nke mere
na mgborọgwụ ya ewepụtawo
nnukwu ume; ma n'ihi nnukwu
ume nke mgbọrọgwụ ya ahụ
ngalaba osisi ọhịa ahụ ewepụta-
wo mkpụrụ ụlọ. Ugbua ọbụrụ
na anyị anyakụdoghị ngalaba
osisi ndị a, osisi ahụ gaara
ala-n'iyi. Ma ugbua, lee, aga m
enweta nnukwu mkpụrụ, nke
osisi ahụ wepụtaworo; ma
mkpụrụ osisi ahụ ka m ga-
edebe maka oge ọrụ, nye mụ
n'onwe m.
19 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ahụ:
Bịa, ka anyị ga na nsọtụ nile nke
ubi-vine ahụ, ma lee ọbụrụ na
ngalaba nke ụdị-akụkụ ahụ
nile nke osisi ahụ ewepụtabe-
ghị nnukwu mkpụrụ kwa, ka
m wee debe mkpụrụ sitere na
ya maka oge ọrụ, nye mụ n'o-
nwe m.
20 Ma o wee ruo na ha garuru
ebe nna ya ukwu zoworo ụdị
akụkụ ngalaba nile nke osisi
ahụ, ma ọ sịrị nwa-oru ahụ: Lee
ndị a; ma ọ hụrụ nke [a]mbụ na
o wepụtawo nnukwu mkpụrụ;
ma ọ hụkwara na ọ dị mma. Ma
ọ sịrị nwa-oru ahụ: Wepụta
ụfọdu mkpụrụ osisi n'ebe ahụ,
ma debe ha maka oge ọrụ, ka m
wee chekwa ya nye mụ n'onwe
m; n'ihi na lee, ka o kwuru,
ogologo oge a ka m zụworo
ya, ma o wepụtawo nnukwu
mkpụrụ.
21 Ma o wee ruo na nwa-oru
ahụ sịrị nna ya ukwu: Olee otu
i siri bịa n'ebe a ịkụ osisi a, ma-
ọbụ ngalaba nke osisi a? N'ihi
na lee, ọ bụụrụ ebe kachasị na-
amịghị mkpụrụ n'ime ala nile
nke ubi-vine gị.
22 Ma Onye-nwe ubi-vine ahụ
sịrị ya: Adụla m ọdụ; a matara
m na ọ bu ebe ala na-anaghị

17*a* Jọn 15:16.
20*a* Jekọb 5:39.

ami mkpụrụ; ya mere, a sịrị m gị, a zụwo m ya ogologo oge a, ma ị hụwo na ọ mịtawo nnukwu mkpụrụ.
23 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ya: Lee anya n'ebe a; lee na m akụwo ngalaba ọzọ nke osisi ahụ kwa, ma ị matara na ala ebe a kara na-amịghị mkpụrụ karịa nke mbụ. Ma na lee osisi ahụ. A zụwo m ya ogologo oge a, ma o wepụtawo nnukwu mkpụrụ; ya mere, tụtụkọta ya, ma debe ya maka oge ọrụ, ka m wee chekwaa ya nye mụ n'onwe m.
24 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ya ọzọ: Lee anya n'ebe a, ma hụ [a]ngalaba ọzọ kwa, nke m kụworo; lee na azụwo kwa m ya, na o wepụtawo mkpụrụ.
25 Ma o wee sị nwa-oru ahụ: Lee n'ebe a ma hụrụ nke ikpeazụ. Lee, nke a ka m kụworo n'ime [a]ebe ala dị mma; ma a zụwo m ya ogologo oge a, ma nanị otu akụkụ nke osisi ahụ wepụtaworo mkpụrụ ụlọ, ma [b]akụkụ nke ọzọ nke osisi ahụ ewepụtawo mkpụrụ ọhịa; lee, a zụwo m osisi nke a dịka ndị nke ọzọ nile.
26 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ahụ: Kụpụ ngalaba nile ndị ahụ na-amịtaghị [a]mkpụrụ ọma, ma tụba ha n'ime ọkụ.
27 Mana lee, nwa-oru ahụ sịrị ya: Ka anyị bechapụ ya, ma gwuo gburu-gburu ya, ma zụọ ya nwa ogologo oge karịa, na eleghị anya o nwere ike wepụta mkpụrụ ọma nye gị, ka i nwe ike debe ya maka oge ọrụ.
28 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ na nwa-oru nke Onye-nwe ubi-vine ahụ zụrụ mkpụrụ nile nke ubi-vine ahụ.
29 Ma o wee ruo na ogologo oge agafeworịị, ma Onye-nwe ubi-vine ahụ sịrị [a]nwa-oru ya: Bịa, ka anyị gbadaa n'ime ubi-vine ahụ, ka anyị wee rụọ ọrụ ọzọ n'ime ubi-vine ahụ. N'ihi na lee, [b]oge ahụ na-abịa nso, ma [c]nsọtụ ya na-abịa ọsọ-ọsọ; ya mere, aga m edeberịrị mkpụrụ osisi maka oge ọrụ, nye mụ n'onwe m.
30 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ na nwa-oru ahụ gbadara n'ime ubi-vine ahụ; ma ha bịaruru n'osisi ahụ nke a gbajipụworo ngalaba ụdị okike ya nile, ma ngalaba ọhịa nile ka a nyakụdoworo; ma lee [a]ụdị mkpụrụ osisi nile kpugidere osisi ahụ.
31 Ma o wee ruo na Onye-nwe ubi-vine ahụ detụrụ mkpụrụ osisi ahụ ọnụ, ụdị nile dịka ọnụọgụgụ ya siri dị, ma Onye-nwe ubi-vine ahụ sịrị: Lee, ogologo oge a ka anyị zụworo osisi a, ma e debeworo m onwe m maka oge ọrụ nnukwu mkpụrụ osisi.
32 Mana lee, n'oge a o wepụtawo nnukwu mkpụrụ, ma [a]onweghị nke ọbụla n'ime ya

24*a* Ezik. 17:22–24; Alma 16:17; 3 Nif. 15:21–24.
25*a* 1 Nif. 2:20.
*b* 3 Nif. 10:12–13.
26*a* Mat. 7:15–20; Alma 5:36; OznỌd. 97:7.
29*a* OznỌd. 101:55; 103:21.
*b* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
*c* 2 Nif. 30:10; Jekọb 6:2.
30*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
32*a* A—JS 1:19.

nke dị mma. Ma lee, e nwere
ụdị mkpụrụ osisi ọjọọ nile;
ma ọbaghịrị m uru ọbụla, na-
agbanyeghị ọrụ anyị nile; ma
ugbua ọ na-ewute m na osisi a
ga-efunarị m.
33 Ma Onye-nwe ubi-vine ahụ
sịrị nwa-oru ahụ: Gịnị ka anyị
ga-eme osisi ahụ, ka m nwe ike
chekwaa ọzọ ezigbo mkpụrụ
osisi sitere na ya nye mụ n'o-
nwe m.
34 Ma nwa-oru ahụ sịrị nna ya
ukwu: Lee, n'ihi na ị nyakụdo-
ro ngalaba nile nke osisi olive
ọhịa ahụ, ha azụwo mgborọ-
gwụ ha nile, nke mere na ha dị
ndụ ma ha alabeghị n'iyi; ya
mere ị hụrụ na ha ka dị mma.
35 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ya:
Osisi ahụ abaghịrị m uru
ọbụla, ma mgbọrọgwụ si na
ya abaghịrị m uru, ma ọbụrụra
na ọ ga na-ewepụta mkpụrụ
osisi ọjọọ.
36 Otu o sila dị, ama m na
mgbọrọgwụ ya nile dị mma,
ma maka ebum-n'obi nke m
echekwawo m ha; na n'ihi nnu-
kwu ume ha nwere, ha ebuwo
ụzọ wepụta, site na ngalaba
ọhịa ahụ nile, mkpụrụ osisi ọma.
37 Ma lee, ngalaba ọhịa nile
ahụ etowo ma [a]tokarịa mgbọ-
rọgwụ nile dị ya; ma n'ihi na
mgbọrọgwụ ọhịa ndị ahụ etoka-
rịwo mgborọgwụ nile dị ya, o
wepụtawo nnukwu ajọọ mkpụ-
rụ; ma n'ihi na o wepụtawo
nnukwu ajọọ mkpụrụ ị na-ahụ
na ọ na-amalite ịla n'iyi; ma ọ ga
acha na nso nso, ka e wee tụba
ya n'ime ọkụ, nanị ma anyị ga-
emere ya ihe iji chekwaa ya.
38 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ya:
Ka anyị gbada n'ime ime nsọtụ
nile nke ubi-vine ahụ, ma lee
ma ngalaba nile nke okike nile
ewepụtawo kwa ajọọ mkpụrụ.
39 Ma o wee ruo na ha gbada-
ra n'ime ime nsọtụ nile nke ubi-
vine ahụ. Ma o wee ruo na ha
hụrụ na mkpụrụ nke okike nga-
laba nile emebiwo kwa; e, nke
[a]mbụ na nke abụọ na kwa nke
ikpe-azụ; na ha nile emebiwo.
40 Ma [a]mkpụrụ ọhịa nke ikpe-
azụ etokarịwo akụkụ osisi ahụ
nke wepụtara mkpụrụ ọma, nke
mere na ngalaba ahụ akpọnwụ-
wo ma nwụọ.
41 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ bere akwa, ma sị
nwa-oru ahụ: [a]Gịnị ka m gaara
eme karịa maka ubi-vine m?
42 Lee, ama m na mkpụrụ nile
nke ubi-vine ahụ, ma ewezuga
ndị a, emebiwo. Ma ugbua ndị
a ndị wepụtaworo mkpụrụ ọma
mbụ emebiwo kwa; ma ugbua
osisi nile nke ubi-vine m adịghị
ihe ha dị mma ya ma ọbụghị
igbutu ha ma tụba ha n'ime ọkụ.
43 Ma lee nke ikpe-azụ a,
nke ngalaba ya kpọnwụworo, a
kụrụ m ya n'ala [a]ebe dị mma; e,
ọbụna nke m họọrọ karịa akụ-
kụ ọzọ nile nke ala ubi-vine m.
44 Ma ị hụwo na m gbudakwa-
ra nke ahụ [a]kpuchiri ala ebe a,
ka m wee kụọ osisi nke a n'ọnọ-
dụ ya.
45 Ma ị hụrụ na otu akụkụ ya
wepụtara mkpụrụ ọma, ma otu

37*a* OznỌd. 45:28–30.
39*a* Jekọb 5:20, 23, 25.
40*a* Mọm 6:6–18.
41*a* 2 Nif. 26:24.
43*a* 2 Nif. 1:5.
44*a* Ita 13:20–21.

akụkụ ya wepụtara mkpụrụ
ọhịa; ma n'ihi na akụpụghị m
ngalaba ahụ nile ma tụba ha
n'ime ọkụ, lee, ha etokarịwo
ngalaba nke ọma nke mere na ọ
kpọnwụwo.
46 Ma ugbua, lee, na-agbanye-
ghị nlekọta anya nile nke anyị
lekọtaworo ubi-vine m, osisi ya
nile emebiwo, na ha ewepụta-
ghị mkpụrụ ọma ọbụla; ma
ndị a ka m nweworo olile-anya
ichekwa, m gaara eji debe
mkpụrụ ya maka oge ọrụ, nye
mụ n'onwe m. Ma, lee, ha adị-
wo ka osisi-olive ọhịa ahụ,
ma, ha abaghị uru ma ọbụghị
[a]igbutu ha ma tụba ha n'ime
ọkụ; ma ọ na-ewute m na ha
ga-efunarị m.
47 Ma gịnị ka m gaara eme ọzọ
n'ime ubi-vine m? E welatara m
aka m, nke mere na m azụghị
ya? E-e, azụwo m ya, ma e gwu-
wo m gburu-gburu ya, ma e be-
chapụwo m ya, ma etinyewo m
ya nsị anụ; ma e [a]setịpụwo m
aka m na ọfọtụrụ ka ọ bụrụ ogo-
logo ụbọchị nile, ma [b]ọgwụgwụ
oge ahụ na-abịa nso. Ma ọ na-
ewute m na m ga-egbutu osisi
nile nke ubi-vine m, ma tụba ha
n'ime ọkụ ka ha repịa. Onye ka
ọbụ nke mebiworo ubi-vine m?
48 Ma o wee ruo na nwa-oru
ahụ sịrị nna ya ukwu: Ọ bụghị
oke mbuli-elu nke ubi-vine gị—
ngalaba ha nile ha akabeghi
mgbọrọgwụ nile ndị dị mma
ike? Ma n'ihi na ngalaba nile
ahụ akarawo mgborọgwụ nile
di n'ebe ahụ ike, lee ha toro
ọsọ-ọsọ karịa ume nke mgbọrọ-
gwụ nile ahụ, na-enweta ume
nye onwe ha. Lee, a sị m, ọbụ-
ghị ihe nke a kpatara osisi nke
ubi-vine gị jiri mebie?
49 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ sịrị nwa-oru ya:
Ka anyị gaa ma gbutuo osisi
nile nke ubi-vine ahụ ma tụba
ha n'ime ọkụ, ka ha ghara ikpu-
chi ala nke ubi-vine m, n'ihi na
e mewo m ihe nile. Gịnị ọzọ ka
m gaara emere ubi-vine m?
50 Ma, lee, nwa-oru ahụ sịrị
Onye-nwe ubi-vine ahụ: Hapụ
ya nwa [a]ntịntị oge.
51 Ma Onye-nwe ya wee sị:
E, a ga m ahapụ ya nwantịntị
oge, n'ihi na ọ na-ewute m na
osisi nile nke ubi-vine m ga
efunarị m.
52 Ya mere, ka anyị were ụfọ-
dụ [a]ngalaba nke ndị a nke m
kụworo n'ime ime nsọtụ nile
nke ubi-vine m, ma ka anyị nya-
kụdo ha n'ime osisi ahụ bụ ebe
ha siri bịa; ma ka anyị kụpụ site
n'osisi ahụ ngalaba ndị ahụ nile
nke mkpụrụ ha lukarịrị n'ilu,
ma nyakụdo n'ime ngalaba nile
nke akụkụ osisi ahụ n'ọnọdụ ya.
53 Ma nke a ka m ga-eme ka
osisi ahụ ghara ịla n'iyi, na, ma
eleghị anya, e nwere m ike iche-
kwara onwe m mgborọgwụ ya
nile maka ebum-n'uche nke mụ
n'onwe m.
54 Ma, lee, mgbọrọgwụ nile
nke ngalaba udi-okike nile nke
osisi ahụ nke m kụworo n'ebe

46*a* 3 Nif. 27:11.
47*a* 2 Nif. 28:32; Jekọb 6:4.
*b* NGAN Ụwa—Ọgwụgwụ nke Ụwa.
50*a* Jekọb 5:27.
52*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.

nile ọ masịrị m ka dị ndụ; ya
mere, ka m wee chekwa ha kwa
maka ebum-n'obi m, aga m ewe-
re ụfọdụ ngalaba nke osisi a, ma
aga m [a]anyakụdo ha n'ime ha. E,
a ga m anyakụdo n'ime ha nga-
laba nile nke nne osisi ha, ka m
wee chekwa mgbọrọgwụ nile
kwa nye mụ n'onwe m, ka
mgbe ha ga esiworịị ike ka o
siri kwesị eleghị anya ha ga-
ewepụta mkpụrụ ọma nye m,
ma aga m enwe otuto n'ime
mkpụrụ nke ubi-vine m.
55 Ma o wee ruo na ha webiri
site n'osisi nke akụkụ ahụ nke
ghọworo osisi ọhịa, ma nyakụ-
do ha n'ime nye osisi nke akụkụ
nile, ndị ghọwokwara osisi ọhịa.
56 Ma ha werekwara site n'o-
sisi nke akụkụ nile ndị ghọwo-
ro osisi ọhịa, ma nyakụdo
n'ime nne osisi ha.
57 Ma Onye-nwe ubi-vine ahụ
sịrị nwa-oru ya: Akụpụla nga-
laba ọhịa nile site n'osisi nile
ahụ, ma ọbụghị ndị ahụ kacha-
sị ilu; ma n'ime ha ị ga-anyakụ-
do dịka ihe ahụ m kwuworo.
58 Ma anyị ga azụkwa osisi
nile nke ubi-vine ahụ, ma anyị
ga-ebechapụ ngalaba nile ahụ
dị ya; ma anyị ga akụpụ site
n'osisi ndị ahụ ngalaba ha cha-
woro acha, nke ga-alarịrị n'iyi,
ma tụba ha n'ime ọkụ.
59 Ma nke a ka m na-eme ka,
eleghị-anya, mgbọrọgwụ ahụ
ga-eweta ume n'ihi ịdị mma ha;
na n'ihi mgbanwe nke ngalaba
nile ahụ, ka ndị dị mma wee ka
ndị jọrọ njọ ike.
60 Ma n'ihi na e chekwawo m
ngalaba nile nke okike ahụ na
mgbọrọgwụ ya nile, na n'ihi na
anyakụdowo m ngalaba nke
okike nile ọzọ n'ime nne osisi
ha, na-echekwawo m mgbọrọ-
gwụ nile nke nne osisi ha,
na-eleghị-anya, osisi nile dị
n'ubi-vine m ga-ewepụta ọzọ
[a]mkpụrụ ọma; na ka m wee
nwe ọñụ ọzọ n'ime mkpụrụ
nke ubi vine m, na, eleghị anya,
ka m wee ñụria ọñụ karịa na
mụ echekwawo mgbọrọgwụ
nile na ngalaba nile nke mkpụ-
rụ mbụ ahụ —
61 Ya mere, gaa, ma kpọọ
[a]ụmụ-oru, ka anyị wee rụsie
[b]ọrụ ike site n'ike anyị n'ime
ubi-vine ahụ, ka anyị wee do-
zie ụzọ ahụ, ka m wee wepụta
ọzọ mkpụrụ okike ahụ, bụ
mkpụrụ okike nke dị mma na
nke kachasị dị mkpa karịa
mkpụrụ osisi ndị ọzọ.
62 Ya mere, ka anyị gaa ma jiri
ike anyị rụọ ọrụ nke ikpe-azụ
a, n'ihi na lee ọgwụgwụ oge
ahụ na-abịa nso, ma nke a bụ
nke ikpe-azụ nke m ga-ebecha
ubi-vine m.
63 Nyakụdo ngalaba nile ahụ;
malite na ndị [a]ikpe-azụ ka ha
wee bụrụ ndị mbụ, ma ka ndị
mbụ wee bụrụ ndị ikpe-azụ,
ma gwuo gburu-gburu osisi ndị
ahụ, ma ndị nke kara aka ma ndị
nke nta, ndị mbụ na ndị ikpe-
azụ; ma ndị ikpe-azụ ma ndị
mbụ, ka a zụọ ha nile otu ugbọ-
rọ ọzọ nke ikpeazụ.
64 Ya mere, gwuo gburu-

54*a* 1 Nif. 15:12–16.
60*a* Aisa. 27:6.
61*a* Jekọb 6:2;
OznỌd. 24:19.
*b* OznỌd. 39:11, 13, 17.
63*a* 1 Nif. 13:42;
Ita 13:10–12.

gburu ha, ma becha ha, ma tinye
ha nsị-anụ otu ugbọrọ ọzọ, nke
ikpe-azụ, n'ihi na ọgwụgwụ
oge ahụ na-abịa nso. Ma ọbụrụ
na nnyakụdo ikpe-azụ ndị a
ga-eto, ma wepụta mkpụrụ nke
okike ahụ, mgbe ahụ ka ị ga-
edoziri ha ụzọ, ka ha wee too.
65 Ma mgbe ha malitere ito,
unu ga-ewepụ ngalaba nile nke
na-eweta mkpụrụ dị ilu, dịka
ume nke ịdị mma na ibu ha
siri dị; ma unu agaghị [a]ewepụ
ndị ọjọọ dị ya n'otu oge ahụ,
ma ọdịghị otu a mgbọrọgwụ
nile dị na ya ga-esi oke ike
maka nnyakụdo ahụ, na nnya-
kụdo ahụ ga-ala-n'iyi, ma
osisi nile nke ubi-vine m e wee
funarị m.
66 N'ihi na ọ na-ewute m na
osisi nile ahụ nke ubi-vine m
ga-efunarị m; ya mere unu ga
na-ewepụ ndị ọjọọ dịka ndị ọma
ga na-eto, ka mgborọgwụ ahụ
na elu osisi ahụ wee hara ahara
n'ume, ruo mgbe ndị ọma ga-
akarị ndị ọjọọ, ma ndị ọjọọ e
gbutuo ha ma tụba ha n'ime
ọkụ, ka ha ghara ikpugide ala
nke ubi-vine m; ma otu a ka
m ga-azachapụ ndị ọjọọ site
n'ubi-vine m.
67 Ma ngalaba nile nke osisi
okike ahụ ka m ga-anyakụdo
ọzọ n'ime osisi okike ahụ;
68 Ma ngalaba nile nke osisi
okike ahụ ka m ga-anyakụdo
n'ime ngalaba nke osisi okike
ahụ; ma otu a ka m ga-ewetakọ-
ta ha ọzọ, ka ha wee wepụta
mkpụrụ okike ahụ, ma ha ga-
abụ otu.
69 Ma ndị ọjọọ ka a [a]ga-etụfu,
e, ọbụna site n'ala nile ahụ nke
ubi-vine m; n'ihi na lee; nanị otu
ugbọrọ a ka m ga-ebecha ubi-vi-
ne m.
70 Ma o wee ruo na Onye-nwe
ubi-vine ahụ zipụrụ [a]nwa-oru
ya; ma nwa-oru ahụ gara ma
mee dịka Onye-nwe ya nyewo-
ro ya iwu, ma kpọta ụmụ-oru
ndị ọzọ; ma ha dị [b]ole na ole.
71 Ma Onye-nwe ubi-vine ahụ
sịrị ha: Gaa nụ, ma [a]rụọ ọrụ n'i-
me ubi-vine ahụ, site n'ume
unu. N'ihi na lee, nke a bụ [b]oge
ikpe-azụ nke m ga azụ ubi-vine
m; n'ihi na ọgwụgwụ oge ahụ
dị nso, ma oge ahụ na-abịa ọsọ-
ọsọ; ma o bụrụ na unu e soro m
rụọ ọrụ site n'ike unu, unu ga-
enwe [c]ọñụ na mkpụrụ ahụ nke
m ga-edebere onwe m maka
mgbe ahụ nke na-abịa nso-nso.
72 Ma o wee ruo na ụmụ-oru
ahụ gara ma rụọ ọrụ site n'ike
ha nile; ma Onye-nwe ubi-vine
ahụ rụkwara ọrụ, ya na ha; na
ha rubere isi n'iwu nile nke
Onye-nwe ubi-vine ahụ n'ihe
nile.
73 Ma e wee malite inwe
mkpụrụ nke okike ọzọ n'ubi-
vine ahụ; ma ngalaba nile nke
okike ahụ malitere ito na ime
nke ọma karịa; na a malitere
ịkụpụ ngalaba nke ọhịa nile na
ịtụfu ha; ma ha debere mgbọrọ-
gwụ ahụ na elu ya ka ha hara
n'otu, dịka ume ya siri dị.

65*a* OznỌd. 86:6–7.
69*a* 1 Nif. 22:15–17, 23; 2 Nif. 30:9–10.
70*a* OznỌd. 101:55; 103:21.
*b* 1 Nif. 14:12.
71*a* Mat. 21:28; Jekọb 6:2–3; OznỌd. 33:3–4.
*b* OznỌd. 39:17; 43:28–30.
*c* OznỌd. 18:10–16.

74 Ma otu a ka ha rụrụ ọrụ, site n'ike ha nile, dịka iwu nile nke Onye-nwe ubi-vine ahụ siri dị, ọbụna ruo mgbe e wepụsịworo ndị ọjọọ site n'ime ubi-vine ahụ, ma Onye-nwe ubi-vine ahụ chekwawooro nye onwe ya n'osisi nile aghọwokwa nke mkpụrụ okike; ma ha wee dị ka nke [a]otu arụ; ma mkpụrụ osisi ahụ nile haara n'otu; ma Onye-nwe ubi-vine ahụ echekwaworo onwe ya mkpụrụ nke okike ahụ, nke dịkarịsịrị ya mkpa site na mmalite.
75 Ma o wee ruo na mgbe Onye-nwe ubi-vine ahụ hụrụ na mkpụrụ-osisi ya dị mma, na n'ubi-vine ya abukwaghị ihe mebiri emebi, ọ kpọrọ ụmụ-oru ya nile, ma sị ha: Lee, n'ihi na oge ikpe-azụ a ka anyị zụworo ubi-vine m; ma unu hụrụ na e mewo m dịka ọchịchọ m si dị; ma e chekwawo m mkpụrụ osisi nke akụkụ ahụ, na ọ dị mma, ọbụna dịka otu ọ dịrị na mmalite. Ma [a]ngọzi na-adịrị unu; n'ihi na maka na unu anọworịị na-eso m na-arụsi ọrụ ike n'ubi-vine m, ma debe iwu m nile, ma weghachitere m ọzọ [b]mkpụrụ osisi nke okike ahụ, nke mere na ubi-vine m emebikwaghị emebi, ma ndị ọjọọ ka e wepụsịworo, lee unu ga e soro m nwe ọñụ n'ihi mkpụrụ osisi nke ubi-vine m.
76 N'ihi na lee, [a]ogologo oge ka m ga-edebe mkpụrụ osisi nke ubi-vine m nye mụ n'onwe m maka oge ọrụ, nke na abịa ọsọ-ọsọ; na nke ikpe-azụ ka m zụworo ubi-vine m, ma bechaa ya, ma gwuo ya gburu-gburu, ma tinye ya nsị anụ; ya mere aga m edebere mụ n'onwe m site na mkpụrụ ahụ, ruo ogologo oge, dịka ihe nke m kwuworo.
77 Ma mgbe oge ga-abịa na mkpụrụ ọjọọ ga-abịa ọzọ n'ime ubi-vine m, mgbe ahụ ka m ga-eme ka ekpokọta ndị ọma na ndị ọjọọ; ma ndị ọma ka m ga-echekwa nye mụ n'onwe m, ma ndị ọjọọ ka m ga atufusị n'ime ọnọdụ nke ya. Ma mgbe ahụ ka [a]oge ọrụ na ọgwụgwụ oge ga-abịa, ma ubi m ka m ga-eme ka e [b]jiri ọkụ repịa.

## ISI 6

*Onye-nwe ga-enweta kwa Israel ọzọ n'ụbọchị ikpe-azụ ndị a — A ga-erepịa ụwa site n'ọkụ — Ndị mmadụ ga esorịrị Kraịst ịgbanarị ọdọ ọkụ na nkume ọkụ ahụ. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

1 MA ugbua, lee, ụmụnne m nwoke, dịka m gwara unu na a ga m ebu-amụma, lee, nke a bụ amụma m — na ihe nile nke onye-amụma nke a bụ [a]Zinọs kwuru, gbasara ụlọ nke Israel, nke n'ime ya ọ tụnyeere ha osisi

74*a* OznỌd. 38:27.
75*a* 1 Nif. 13:37.
*b* NGAN Israel.
76*a* 1 Nif. 22:24–26.
NGAN Oge Jisus Ga-abịa n'Ụwa Chịa Otu Puku Afọ.
77*a* Mkpu. 20:2–10; OznỌd. 29:22–24; 43:29–33; 88:110–116.
*b* NGAN Ụwa— Ọgwụgwụ nke Ụwa.
**6** 1*a* Jekọb 5:1.

olive a zụrụ azụ, ga-emezurịrị
n'ezi okwu.
2 Ma ụbọchị ọ ga-edozi aka ya
ọzọ nke ugboro abụọ [a]ịnweta
ndị ya ọzọ, bụ ụbọchị ahụ, e,
ọbụna oge ikpe-azụ, nke [b]ụmụ-
oru nile nke Onye-nwe ga-aga
n'iru [c]n'ike ya, [d]ịzụ na ịbecha
[e]ubi-vine ya; ma nke ahụ gasịa,
[f]ọgwụgwụ oge ahụ ga-abịa na
nso nso.
3 Ma lee ka ngọzi na-adịrị ha
bụ ndị rụsịworo ọrụ ike n'ubi-
vine Ya; ma ọbụbụ-ọnụ dịịrị ha
ndị bụ ndị a ga-achụpụ baa n'ọ-
nọdụ nke onwe ha! Ma ụwa ka
a [a]ga-erepịa site n'ọkụ.
4 Ma lee otu obi ebere Onye-
nwe ha n'ebe anyị nọ, n'ihi na ọ
na-echeta ụlọ nke [a]Israel, ma
mgbọrọgwụ na ngalaba nile; na
ọ na-esetịpụ [b]aka ya abụọ nye ha
ogologo ụbọchị nile; na ha bụ
[c]ndị ịkpọ-ekwe-nkụ na ndị na-
agọ agọ; mana ka na ra bụ ndị
na-agaghị imesi obi ha ike ka a
ga-zọpụta n'ala-eze nke Chineke.
5 Ya mere, ụmụnne m nwoke
ndị m hụrụ n'anya, a na m arịọ
unu n'okwu nke anya udo ka
unu chegharịa, ma jiri nzube
juru-eju nke obi, ma [a]rapara
n'arụ Chineke dịka o siri rapa-
ra n'arụ unu. Na n'oge [b]aka
ebere ya na-esetịpụ n'ebe unu
nọ n'ìhè nke ụbọchị, ghara nụ
imesị obi unu ike.
6 E, taa, ọbụrụ na unu ga-anụ
olu ya, ghara imesị obi unu ike;
n'ihi na maka gịnị ka unu ga
[a]eji-anwụ?
7 N'ihi na lee, mgbe a zụsịwo-
ro unu site n'okwu ọma nke
Chineke ogologo ụbọchị nile,
unu ga-ewepụta mkpụrụ ọjọọ,
nke bụ na a [a]ga-egbuturịrị unu
ma tụba unu n'ime ọkụ?
8 Lee, unu ga-ajụ okwu nile
ndị a? Unu ga-ajụ okwu nile
nke ndị-amụma; ma unu ga-ajụ
okwu nile nke e kwuworo gba-
sara Kraịst, mgbe ọtụtụ kwu-
woro gbasara Ya; ma gọnarị
okwu ọma nke Kraịst, na ike
nke Chineke, na [a]onyinye nke
Mụọ Nso, ma menyụọ Mụọ
Nsọ, ma mee ihe ịkwa-emu nnu-
kwu atụmatụ nke mgbapụta,
nke edoziworo nye unu?
9 Unu amataghị na ọbụrụ na
unu ga-eme ihe ndị a, na ike nke
mgbapụta na mbilite n'ọnwụ
ahụ, nke dị n'ime Kraịst, ga-
eweta unu ka unu guzoro n'i-
here na [a]ọmụma-ikpe di egwu
n'iru [b]oche-ikpe nke Chineke?
10 Ma dịka ike nke [a]ikpe-zịrị-
ezi, n'ihi na a gaghị agọnarị
ikpe-zịrị-ezi, unu ga-apụrịrị gaa
n'ime [b]ọdọ ọkụ na nkume ọkụ

2*a* 1 Nif. 22:10–12; OznỌd. 110:11. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
*b* Jekọb 5:61.
*c* 1 Nif. 14:14.
*d* Jekọb 5:71.
*e* NGAN Ubi Vine nke Onye-nwe.
*f* 2 Nif. 30:10.
3*a* 2 Nif. 27:2; Jekọb 5:77; 3 Nif. 25:1.
4*a* 2 Sam. 7:24.
*b* Jekọb 5:47.
*c* Mosa. 13:29.
5*a* NGAN Ịdị n'Otu.
*b* Alma 5:33–34; 3 Nif. 9:14.
6*a* Ezik. 18:21–23.
7*a* Alma 5:51–52; 3 Nif. 27:11–12.
8*a* NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ.
9*a* Mosa. 15:26. NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
10*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*b* 2 Nif. 28:23. NGAN Ala-mụọ.

ahụ, nke ire ọkụ ya na-adịghị ekwe mmenyụ, na nke anwụrụ ọkụ ya na-arịgo elu ruo mgbe nile, nke ọdọ ọkụ na nkume ọkụ ya bụ [c]ahụhụ [d]agwụgh-agwụ.
11 O mgbe ahụ, ụmunne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, chegharịa nụ, ma banye site [a]n'ọnụ-ụzọ ama dị kwa wara-wara, ma gaa n'iru n'ụzọ nke dị mkpafa, wee ruo mgbe unu ga-enweta ndụ ebighi-ebi.
12 O nwee [a]amamihe; gịnị ka m nwere ike ikwu ọzọ?
13 Na ngwụcha, ana m asị unu nọdụ mma, wee ruo mgbe m ga-ezute unu n'iru oche-ikpe mmasị nke Chineke, bụ oche-ikpe nke [a]na-eji oke-egwu na ụjọ na-eti ndị ajọọ-omume ihe. Amen.

## ISI 7

*Sherọm wee gọnarị Kraịst, wee nwe ndọrọ-ndọrọ ya na Jekọb, wee rịo ihe iriba-ama ma nwee ihe otiti site n'aka Chineke—Ndị-amụma nile ekwuwo maka Kraịst na aja mgbaghara mmehie ya—Ndị Nifaị wee bichaa ụbọchị ha nile dịka ndị mkpaghari, a mụrụ ha n'ime mkpagbu ma akpọrọ ha asị site n'aka ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 544 ruo 421 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo mgbe ụfọdụ afọ gafesịworo, otu nwoke wee bịa n'etiti ndị nke Nifaị, nke aha ya bụ Sherọm.
2 Ma o wee ruo na ọ malitere ikwusa okwu n'etiti ndị mmadụ, ma na-ekwupụtara ha na e kwesịghị inwe Kraịst. Ma o kwusara ọtụtụ ihe ndị bụ otuto n'esịghị n'obi nye ndị mmadụ, ma nke a ka o mere ka o wee kwatuo ozizi nke Kraịst.
3 Ma ọ rụsịrị ọrụ ike ka o wee dufuo obi nile nke ndị mmadụ, nke mere na o dufukwara ọtụtụ obi, ma ya, ebe ọ matara na mụ, Jekọb, nwere okwukwe na Kraịst onye ga-abịa, ọ chọrọ nnukwu ohere ka o wee bịakwute m.
4 Ma o nwere mmụta, nke na o nwere ọmụma zuru-oke nke asụsụ nke ndị ahụ; ya mere, o nwere ike ijiri nnukwu otuto n'esịghị n'obi, na nnukwu ike ikwu okwu, dịka ike nke ekwensu.
5 Ma o nwere olile-anya ịkwanye m site n'okwukwe ahụ, naagbanyeghị ọtụtụ [a]mkpughe ahụ na ọtụtụ ihe ahụ nke m hụworo gbasara ihe ndị a; n'ihi na n'ezie a hụwo m ndị mụọ-ozi, ma ha eziwokwa m rịị ozi. Na kwa, anụwo m rịị olu nke Onye-nwe na-agwa m okwu n'ezigbo okwu, site n'oge ruo n'oge; ya mere, e nweghị ike ịkwagharị m.
6 Ma o wee ruo na ọ bịakwutere m, ma n'ụdị a ka ọ gwara m okwu, na-asị: Nwanne m nwoke Jekọb, a chọwo m nnukwu ohere ka m wee gwa gị okwu; n'ihi na a nụwo m ma a ma kwa m na ị na-aga nnukwu njem, na-ekwusa ihe i na-akpọ ozi-ọma, ma-ọbụ ozizi nke Kraịst.

10*c* OznỌd. 19:10–12.
*d* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
11*a* 2 Nif. 9:41.
12*a* Mọm 9:28.
13*a* Alma 40:14.
**7** 5*a* 2 Nif. 11:3; Jekọb 2:11.

7 Ma i dufuwo ọtụtụ ndị mmadụ nke mere na ha na-agbanwe ezị ụzọ nke Chineke, ma [a]ghara idebe iwu nke Moses nke bụ ezi ụzọ; ma gbanwe iwu nke Moses n'ikpere otu ihe nke i siri na ọ ga-abịa ọtụtụ narị afọ n'ọdịn'iru. Ma ugbua lee, mụ, Sherọm, na ekwupụtara gị na nke a bụ ikwuhie Chineke; n'ihi na ọdịghị onye matara maka ụdị ihe ndị a; n'ihi na o [b]nweghị ike ikwu maka ihe ndị ga-abịa. Ma n'ụdị a ka Sherọm jiri dọso m ndọrọ-ndọrọ.

8 Mana lee, Onye-nwe Chineke wunyere [a]Mụọ Ya n'ime mkpụrụ-obi m, nke mere na m megharịrị ya anya n'ime okwu ya nile.

9 Ma m wee sị ya: I na-agọnarị Kraịst ahụ onye ga-abịa? Ma o wee si: O bụrụ na e nwere otu Kraịst ga-dị, a gaghị m agọnarị ya; Mana ama m na o nweghị Kraịst dị, ọbụghị ma o nwewọrịị ma-ọbụ o nwere mgbe ọ ga-adị.

10 Ma m wee sị ya: I kwenyere n'akwụkwọ-nsọ nile? Ma ọ siri, E.

11 Ma m wee sị ya: Mgbe ahụ ị naghị aghọta ha; n'ihi na ha n'ezie na-agba ama maka Kraịst. Lee, a sị m gị na enwebeghị otu onye-amụma deworo, ma-ọbụ [a]buo-amụma, ma ọbụghị na ha kwuworo gbasara Kraịst.

12 Ma nke a abụghị ihe nile — e mewo ka ọ pụta ìhè nke ọma nye m, n'ihi na a nụwo m ma hụ; ma emekwara ka ọ pụta ìhè nye m site [a]n'ike nke Mụọ Nsọ; ya mere, ama m na ọbụrụ na ọdịghị aja mgbaghara mmehie a chụrụ mmadụ nile [b]ga-efu.

13 Ma o wee ruo na ọ sịrị m: Gosị m [a]ihe iriba-ama site n'ike nke Mụọ Nsọ a, nke i matawo-ro nnukwu ihe maka ya.

14 Ma m wee sị ya: Gịnị ka m bụ na m ga a nwa Chineke ka o gosị gị ihe iriba-ama n'ihe nke ị mataworo na ọ bụ [a]ezi-okwu? Mana ị ga-agọnarị ya, n'ihi na i bụ nke [b]ekwensu. Otu o sila dị ọbụghị uche m ga-eme; kama ọbụrụ na Chineke ga-akutu gị, ka nke ahụ bụrụ ihe iriba-ama nye gị na ọ nwere ike, ma n'elu igwe ma n'elu ụwa; na kwa, na Kraịst ga-abịa. Ma ka uche Gị, O Onye-nwe, mee, ma ọbụghị nke m.

15 Ma o wee ruo na mgbe mu, Jekọb, kwuworo okwu ndị a, ike nke Onye-nwe bịakwasịrị ya, nke mere na ọ dara n'ala. Ma o wee ruo na azụrụ ya ọtụtụ ụbọchị.

16 Ma o wee ruo na ọ gwara ndị mmadụ: Gbakọta nụ echi, n'ihi na aga m anwụ; ya mere, a chọsiri m ike ịgwa ndị mmadụ okwu tutu mụ anwụọ.

17 Ma o wee ruo na echi ahụ igwe-mmadụ ahụ gbakọtara otu ebe; ma o wee kwuoro ha okwu dị mfe nghọta ma gọnarị ihe ndị ahụ nile nke ọ kụziworo ha, ma kwupụta Kraịst ahụ, na ike

7*a* Jekọb 4:5.
*b* Alma 30:13.
8*a* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.
11*a* Mkpu. 19:10; 1 Nif. 10:5; Jekọb 4:4; Mosa. 13:33–35; OznỌd. 20:26. NGAN Jisus Kraịst.
12*a* NGAN Chineke, Chi-ukwu— Chineke nke Mụọ Nsọ; Mụọ Nsọ.
*b* 2 Nif. 2:21.
13*a* Mat. 16:1–4; Alma 30:43–60. NGAN Iriba-ama.
14*a* Alma 30:41–42.
*b* Alma 30:53.

nke Mụọ Nsọ, na nkwusa-ozi
nke ndị mụọ-ozi.
18 Ma o wee gwa ha okwu
dị mfe nghọta, na e [a]duhiewo
ya site n'ike nke [b]ekwensu. Ma
o wee kwuo maka ala-mụọ, na
maka mgbe ebighi-ebi, na maka
ntaram-ahụhụ ebighi-ebi.
19 Ma o wee sị: Egwu na-atụ
m ka ọ ghara ịbụ na mụ emewo
[a]mmehie nke na-enweghị mgba-
ghara, n'ihi na e kwuworo m
Chineke okwu ụgha; n'ihi na a
gọnarịrị m Kraịst, ma sị na e
kwere m n'akwụkwọ-nsọ nile;
ma ha n'ezi okwu na-agba-ama
maka ya. Ma n'ihi na e jiwo m
otu a kwuoro Chineke okwu
ụgha ana m atụsi egwu ike ka ọ
ghara ịbụ na ọnọdụ m ga-adị
[b]egwu; mana a na m ekwupụta-
ra Chineke.
20 Ma o wee ruo na mgbe o
kwuworo okwu ndị a nile o
nweghị kwa ike ikwu karịa, ma
o wee [a]rara mụọ ya nye.
21 Ma mgbe igwe mmadụ ahụ
hụworo na o kwuru ihe ndị a
dịka ọ chọrọ ịnwụ, ọ tụrụ ha n'a-
nya karịa; nke mere na ike nke
Chineke bịakwasịrị ha, ma ọ
[a]karịrị ha nke mere na ha dara
n'ala.
22 Ugbua, ihe nke a masịrị m,
Jekọb, n'ihi na a rịọwo m ya site
n'aka Nna m nke bi n'elu-igwe;
n'ihi na ọ nụwo akwa m ma zaa
ekpere m.
23 Ma o wee ruo na udo na
ịhụ-n'anya nke Chineke ka e
weghachiri ọzọ n'etiti ndị mma-
dụ ahụ; ma ha wee [a]nyochaa
akwụkwọ-nsọ nile, ma ghara
kwa ịña-ntị n'okwu nile nke
ajọọ mmadụ a.
24 Ma o wee ruo na ọtụtụ
ụzọ ka a chọpụtara iji [a]nwe-
taghachị ma weghachi ndị
Leman na ọmụma nke ezi-
okwu ahụ; mana ha nile bụ
[b]nke efu, n'ihi na ha nwere
mmasị [c]n'ịlụ agha na [d]ịkwafu
ọbara, ma ha nwere [e]ịkpọ-asị
ebighi-ebi megide anyị, bụ
ụmụnne ha. Ma ha chọrọ
site n'ike nke aka ha ibibi anyị
n'esepụghị aka.
25 Ya mere, ndị nke Nifaị che-
kwasiri onwe ha ike megide ha
site na ngwa-agha ha nile, na
site n'ike ha nile, na-atụkwasị-
obi na Chineke ahụ na [a]nkume
nke nzọpụta ha; ya mere, ha ka
bụ kwa, ndị nwe mmeri nke
ndị iro ha nile.
26 Ma o wee ruo na mụ, Jekọb,
malitere ịka-nka; ma akụkọ-
ndekọta nke ndị a a na-edebe
[a]n'epekele ndị ọzọ nke Nifaị,
ya mere, ana m eweta akụkọ-
ndekọta a na ngwụcha, na
ekwupụta na e dewo m dịka
m kachasịrị mata, site n'ikwu
na oge sooro anyị gafee, na
kwa [b]ndụ anyị gafere, dịka na
nrọ, ebe anyị bụ ndị nọọrọ

18*a* Alma 30:53.
NGAN Duhie, Nduhie, Nghọgbu.
*b* NGAN Ekwensu.
19*a* NGAN Mmehie Na-enweghị Mgbaghara.
*b* Mosa. 15:26.
20*a* Jer. 28:15–17.
21*a* Alma 19:6.
23*a* Alma 17:2.
24*a* Inọs 1:20.
*b* Inọs 1:14.
*c* Mosa. 10:11–18.
*d* Jarọm 1:6; Alma 26:23–25.
*e* 2 Nif. 5:1–3; Mosa. 28:2.
25*a* NGAN Oke-nkume.
26*a* 1 Nif. 19:1–6; Jarọm 1:14–15.
NGAN Ekpele nile.
*b* Jemes 4:14.

onwe ha na ndị mmadụ dị nwayọ, ndị ngaghari̩, a chụpụrụ site na Jerusalem, a mụrụ n'ime mkpagbu, n'ime ọzara, ma nwe mkpọrọm-asị site n'aka ụmụnne anyị, nke kpatara agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile; ya mere, anyị ruru uju n'ụbọchị ndụ anyị nile.
27 Ma mụ, Jekọb, hụrụ na aga m agbada n'ala-ili m na nso nso; ya mere, a sịrị m nwa m nwoke [a]Inos: Were epekele ndị a. Ma a gwara m ya ihe nile nke nwanne m nwoke Nifaị [b]nyeworo m n'iwu, ma o wee kwe nkwa nrube-isi nye iwu ndị ahụ nile. Ma m wee bịa na ngwụcha nke ihe odide m n'elu epekele ndị a, nke ihe odide ya dịworo ntakịrị; ma nye onye-na-agụ ya a na m asị nọdụ mma, na-enwe olile-anya na ọtụtụ ụmụnne m nwoke ga-agụ okwu m nile. Ụmụnne m nwoke, nọdụnụ mma.

# AKWỤKWỌ NKE INỌS

*Inọs wee kpesie ekpere ike ma rite uru nsachapụ nke mmehie ya nile—olu nke Onye-nwe wee bata n'ime obi ya, na-ekwe nkwa nzọpụta maka ndị Leman—Ndị Nifaị chọrọ inwetaghachị ndị Leman—Inọs wee nwee ọñụ n'ime Onye-mgbapụta ya. Ihe dịka n'afọ 420 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, o wee ruo na mụ, [a]Inọs, ebe m matara nna m na [b]ọ bụ nwoke ziri-ezi—n'ihi na ọ [c]kụziri m n'asụsụ ya, na kwa na [d]nzulite na ịdọ-aka na-ntị nke Onye-nwe—Ma ngọzi na-adịrị aha nke Chineke m maka ya—
2 Ma a ga m agwa gị maka [a]ịgba-mgba nke m nwere n'iru Chineke, tutu mụ enweta [b]nsachapụ nke mmehie m nile.
3 Lee, a gara m ịchụ-nta anụ n'ime oke-ọhịa; ma okwu ndị ahụ nke m nụworo ugboro-ugboro ka nna m na ekwu ya gbasara ndụ-ebighi-ebi, na [a]ọñụ nke ndị nsọ nile, [b]mibara ala-ala n'ime obi m.
4 Ma mkpụrụ-obi m wee [a]nwee agụụ; ma e [b]gburu m ikpere n'ala n'iru Onye-meworo m ma m wee tikuo ya na nnukwu [c]ekpere na arịrịọ n'ihi mkpụrụ-obi nke m, na ogologo ụbọchị nile ka m tikuru ya; e, ma mgbe abalị bịara e welịkwara m olu m elu nke mere na o ruru elu-igwe nile.
5 Ma o nwere [a]olu bịaruru m, na-asị: Inọs, mmehie gị nile ka a gbagharaworo gị, ma ị ga-adị ngọzi.

27*a* Inọs 1:1.
*b* Jekọb 1:1–4.
[INỌS]
**1** 1*a* NGAN Inọs Nwanwoke nke Jekọb.
*b* 2 Nif. 2:2–4.
*c* 1 Nif. 1:1–2.
*d* Ndị-Efe. 6:4.
2*a* Jen. 32:24–32; Alma 8:10. NGAN Chegharia, Ncheghari̩.
*b* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
3*a* NGAN Ọñụ.
*b* 1 Nif. 10:17–19; Alma 36:17–21.
4*a* 2 Nif. 9:51; 3 Nif. 12:6.
*b* NGAN Nsọpụrụ.
*c* NGAN Ekpere.
5*a* NGAN Mkpughe.

6 Ma mụ, Inọs matara na
Chineke enweghị ike ikwu
okwu ụgha; ya mere, ikpe-ọmụ-
ma m nke mụọ ka a zafuworo.
7 Ma a sịrị m: Onye-nwe, olee
otu a na-esi eme ya?
8 Ma o wee sị m: N'ihi [a]okwu-
kwe gị n'ime Kraịst, onye nke ị
na-aka-anụtụghị olu ya ma-ọbụ
hụtụ ya mbụ. Ma ọtụtụ afọ ga-
agafe tutu ọ ga egosipụta onwe
ya n'anụ arụ; ya mere, gawa,
okwukwe gị [b]azọpụtawo gị.
9 Ugbua, o wee ruo na mgbe
m nụworo okwu ndị a m wee
malite inwe [a]ọchịchọ maka
ọdịmma nke ụmụnne m, ndị
Nifaị; ya mere, a [b]wụpụtacha-
ra m obi m nile nye Chineke
maka ha.
10 Ma mgbe m ka nọrịị na-
agba lịka lịka n'ime mụọ, lee,
olu nke Onye-nwe batara n'ime
[a]uche m ọzọ, na-asị: A ga m ele-
ta ụmụnne gị nwoke dịka mgba-
lị ike ha siri dị n'idebe iwu-nsọ
m nile. E [b]nyewo m ha ala nke
a, ma ọ bụ ala dị nsọ; ma a ga-
ghị m [c]abụ ya ọnụ ma ọbụghị
n'ihi ime arụ; ya mere, a ga m
eleta ụmụnne gị nwoke dịka
otu m kwuworo; ma njehie ha
nile ka m ga-ewedata na mwu-
te n'isi nke onwe ha.
11 Ma mgbe mụ, Inọs, nụworo
okwu ndị a nile, okwukwe m
malitere ịbụ akwa akwụrụ
n'ime Onye-nwe; ma e kpere m
ekpere nye Ya site n'ọtụtụ ogo-
logo ịgba lịka-lịka nile maka
ụmụnne m, ndị Leman.
12 Ma o wee ruo na mgbe m
[a]kpeworo ekpere ma rụọ ọrụ
site na mgbalị, Onye-nwe sịrị
m: A ga m emere gị dịka [b]ọchị-
chọ gị siri dị, n'ihi okwukwe gị.
13 Ma ugbua lee, nke a bụ ọchị-
chọ nke m chọrọ n'aka ya — na
ọbụrụ na ọ ga-adị otu ahụ, na
ndị m, ndị Nifaị, ga-adaba
n'ime njehie, ma site n'ụzọ
ọbụla bụrụ ndị [a]ebibiri, ma ndị
Leman agaghị abụ ndị e bibiri,
na Onye-nwe Chineke ga [b]edo-
kwa akụkọ-ndekọta nke ndị m,
ndị Nifaị; ọbụna ọbụrụ na ọ ga-
adị otua site n'ike nke aka nsọ
ya, na a [c]ga-ewepụta ya n'ụbọ-
chị dị n'iru nye ndị Leman, na,
eleghị-anya, e nwere ike [d]weru-
ta ha na nzọpụta —
14 N'ihi na n'oge ugbua, ịgba
lịka-lịka anyị nile bụrịị ihe
[a]efu n'idughachi ha n'ụzọ ezi
okwukwe ahụ. Ma ha ñụrụ iyi
n'oke iwe na, ọbụrụ na ọ ga-
ekwe mee, ha [b]ga-ebibi akụkọ-
ndekọta anyị nile na anyị, na
kwa omenala nile nke ndị nna
anyị ha.
15 Ya mere, mụ ebe m matara
na Onye-nwe Chineke nwere
ike [a]idokwa akụkọ-ndekọta anyị,
e bekuru m ya akwa n'esepụ-

8*a* Ita 3:12–13.
NGAN Okwukwe.
*b* Mat. 9:22.
9*a* 1 Nif. 8:12;
Alma 36:24.
*b* 2 Nif. 33:3;
OkwMọm. 1:8;
Alma 34:26–27.
10*a* NGAN Kwalite Mụọ,
Nkwalite nke Mụọ;
Uche.
*b* 1 Nif. 2:20.
*c* Ita 2:7–12.
12*a* Mọm 5:21; 9:36.
*b* Abụọma 37:4;
1 Nif. 7:12; Hil. 10:5.
13*a* Mọm 6:1, 6.
*b* OkwMọm. 1:6–11;
Alma 37:2.
*c* Alma 37:19; Ita 12:22;
OznỌd. 3:18.
*d* Alma 9:17.
14*a* Jekọb 7:24.
*b* Mọm 6:6.
15*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ
nile—Akwụkwọ-nsọ
nile ka a ga-echekwa.

ghị-aka, n'ihi na ọ sịwo m: Ihe ọbụla unu ga-arịọ n'okwukwe, kwere na unu ga-anata n'aha nke Kraịst, unu ga-anata ya.
16 Ma e nwere m okwukwe, ma e bekuru m Chineke akwa ka o wee [a]chekwaa [b]akụkọ-ndekọta nile ahụ; ma mụ na ya gbara ndụ na ọ [c]ga-ewepụta ha nye ndị Leman mgbe oge nke ya ruru.
17 Ma mụ, Inọs, matara na ọ ga-adị dịka ọgbụgba-ndụ nke o meworo; ya mere obi m zururịị ike.
18 Ma Onye-nwe sịrị m: Nna gị ha achọwo kwa n'aka m ihe nke a; ma a ga-emere ha ya dịka okwukwe ha siri dị; n'ihi na okwukwe ha dịrịị ka nke gị.
19 Ma ugbua o wee ruo na mụ Inọs, gaghariri n'etiti ndị nke Nifaị, na-ebu-amụma maka ihe nile ga-abịa, ma na-agba-ama maka ihe nile nke m nụworo ma hụkwa.
20 Ma a na m agba ama na ndị nke Nifaị chọsịrị-ike ịkpọghachi ndị Leman n'ezi-okwukwe n'ime Chineke. Ma na [a]ọrụ anyị nile bụ ihe efu; ịkpọ-asị ha bụ ihe e kedosịrị ike, ma ihe naedu ha bụ ajọọ ndụ nke mere na ha enwetaghị ọzụzụ, ma dị egwu, na [b]ndị agụụ-ọbara na-agụ, jupụta [c]n'ife arụsị na iru-inyi; anụ n'eri ibe ha ka ha ji eme ihe oriri; na-ebi n'ime ụlọ ikwuu, ma na-akpagharị n'ime ọzara site n'iyi mkpirisi-uwe akpụkpọ-anụ n'ukwu ma isi ha bụrịị ihe a kpuchara akpucha ma ime-nka ha dị n'ime [d]ụta ha, na n'ime mma-agha ha na onyike ha. Ma ọtụtụ n'ime ha anaghị-eri ihe ọbụla ma ọbụghị anụ ndụ; ma ha na-achọ esepụghị-aka ibibi anyị.
21 Ma o wee ruo na ndị nke Nifaị na-akọ ala, ma [a]zụlite ụdị mkpụrụ-nke-ubi nile, na nke mkpụrụ-osisi, na igwe-nke anụmanụ nile, na igwe nke ụdị ehi di iche iche, na ewu nile na ewu ọhịa nile, na kwa ọtụtụ ịnyịnya-nile.
22 Ma e nwere ọtụtụ [a]ndịamụma karịrị akarị n'etiti anyị. Ma ndị mmadụ a bụ [b]ndị naakpọ-ekwe-nkụ, ọ na-ara ahụ ịghọta ha.
23 Ma onweghị ihe ọbụla dị ma ọbụghị oke [a]ịbasi mba ike, [b]ikwusa ozi-ọma na ibu-amụma maka agha nile, na ndọrọndọrọ nile na mbibi nile, na esepụghị-aka [c]ichetara ha maka ọnwụ, na agwụ-agwụ nke mgbe ebighi-ebi, na ikpe nile na ike nke Chineke, na ihe ndị a nile — na-akpalite ha [d]esepụghị aka ka e debe ha n'ịtụ egwu nke Onye-nwe. A sị m ọdịghị ihe ọbụla dị ma ọbụghị ihe ndị a, na nnukwu ịdị-mfe nghọta karịrị akarị nke ikwu okwu, ga-edebe ha site n'igbada ọsọ-ọsọ ruo mbibi. Ma n'ụdị a ka m na-ede gbasara ha.
24 Ma a hụrụ m ọtụtụ agha

16*a* 3 Nif. 5:13–15; OznỌd. 3:19–20; 10:46–50.
*b* NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*c* 2 Nif. 27:6.
20*a* Moro. 9:6.
*b* Jarọm 1:6.
*c* Mosa. 9:12. NGAN Ife Arụsị.
*d* Mosa. 10:8.
21*a* Mosa. 9:9.
22*a* OkwMọm. 1:16–18.
*b* Jarọm 1:3.
23*a* 1 Nif. 16:2; 2 Nif. 33:5.
*b* NGAN Kwusaa.
*c* Hil. 12:3.
*d* Jarọm 1:12; Alma 31:5.

n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman
n'oge njem nke ụbọchị m nile.
25 Ma o wee ruo na a malite-
re m ịka-nka, ma otu narị afọ
na iri asaa na iteghete agafewọ-
rịị site n'oge nna anyị Lihaị [a]ha-
pụrụ Jerusalem.
26 Ma m wee hụ na a ga m
agbada ruo ili m na nso nso,
ebe emejupụtaworo m n'ike
nke Chineke na m ga-ekwusa-
rịrị okwu ahụ ma buo-amụma
nye ndị mmadụ a, ma kwupụta
okwu ahụ dịka ezi-okwu ahụ
nke dị n'ime Kraịst. Ma e kwu-
pụtawo m ya n'ụbọchị m nile,
ma e nwewo m ọñụ n'ime ya
karịa ndị nke ụwa.
27 Ma a na m aga na nso nso
n'ebe [a]izu-ike m, nke bụ mụ
na Onye-mgbapụta m; n'ihi
na a ma m na n'ime ya a ga m
ezu-ike. Ma a na m añụrị-ọñụ
n'ụbọchị [b]ahụ mgbe arụ m
ga-eyịkwasị [c]anwụghị-anwụ,
ma ga-eguzoro n'iru ya; mgbe
ahụ ka m ga-ahụ iru ya n'inwe
mmasị, ma ọ ga-asị m: Bịakwu-
te m, gị onye agọziri agọzi, o
nwere ebe e doziri nye gị n'ime
ọtụtụ [d]ebe obibi nke Nna m.
Amen.

# Akwụkwọ nke Jarọm

*Ndị Nifaị na-edebe iwu nke Moses, na-ele anya ọbịbịa nke Kraịst, ma na-eme nke ọma n'ime ala ahụ — Ọtụtụ ndị-amụma rụrụ ọrụ idebe ndị mmadụ n'ụzọ nke ezi-okwu. Ihe dịka n'afọ 399 ruo 361 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA lee, mụ, Jarọm, na-
ede okwu ole na ole dịka
iwu nke nna m, Inọs siri dị, ka e
wee debe [a]akụkọ-agbụrụ anyị.
2 Ma dịka [a]epekele ndị a dị
[b]ntakịrị, ma dịka ihe ndị a nile
ka e [c]dere maka nzube nke irite
uru nke ụmụnne anyị [d]ndị
Leman, ya mere, ọ dịrịrị mkpa
na m ga-ede ntakịrị; mana a
gaghị m ede ihe ndị nke ibu-
amụma m, ma-ọbụ nke mkpu-
ghe m nile. N'ihi na gịnị ka m
ga-ede karịa nke ndị nna m ha
deworo? N'ihi na ọbụ na ha
ekpugheghị atụmatụ nke nzọ-
pụta? A sị m unu, E; ma nke a
ezuworo m.
3 Lee, ọ dị mkpa na a ga-arụ
nnukwu ọrụ n'etiti ndị a, n'ihi
isi-ike nke obi ha nile, na anụ-
ghị-ihe nke ntị ha nile, na ikpu-
isi nke echiche ha nile, na [a]ịkpọ-
nkụ nke ekwe ha nile; otu o sila
dị, Chineke dị ebere karịa n'ebe
ha nọ, ma ruo n'oge a ọ [b]zacha-
pụbeghị ha site n'elu iru nke
ala ahụ.

25*a* 1 Nif. 2:2–4.
27*a* NGAN Izu-ike.
*b* NGAN Ịnwụ Anwụ, Na-anwụ Anwụ.
*c* NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
*d* Jọn 14:2–3; Ita 12:32–34; OznỌd. 72:4; 98:18.
[JARỌM]
**1** 1*a* 1 Nif. 3:12; 5:14.
2*a* Jekọb 3:14; Omnai 1:1.
*b* 1 Nif. 6:1–6.
*c* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụwọ-nsọ nile.
*d* 2 Nif. 27:6; Mọm 5:12.
3*a* Inọs 1:22–23.
*b* Ita 2:8–10.

4 Ma e nwere ọtụtụ n'etiti
anyị ndị nwere ọtụtụ [a]mkpu-
ghe, n'ihi na ha nile adịghị
akpọ-ekwe-nkụ. Ma ka ha ra
bụ ndị na adịghị akpọ-ekwe-
nkụ ma nwee okwukwe, nwere
[b]mmekọrịta ha na Mụọ Nsọ, nke
na-ekpughere ụmụ nke mmadụ,
dịka okwukwe ha siri dị.
5 Ma ugbua, lee, narị afọ
abụọ agafewọrịị, ma ndị nke
Nifaị na-agbasi ike n'ala ahụ.
Ha na-ejisike [a]n'idebe iwu nke
Moses na [b]ụbọchị izu-ike nsọ
nye Onye-nwe. Ma ha [c]ekwu-
hieghị; ọbụghị ma ha [d]kwutọ-
rọ. Ma iwu nile nke ala ahụ siri
ike karịa.
6 Ma ha gbasasịrị na nnukwu
ebe nke iru nke ala ahụ, ma ndị
Leman kwa. Ma ha ka n'ọnụ
ọgụgụ karịa ka ha ra bụ ndị nke
Nifaị; ma ha hụrụ [a]igbu mmadụ
n'anya ma ha na-añụ ọbara nke
ụmụ anụ-ọhịa.
7 Ma o wee ruo na ha bịara
ọtụtụ oge imegide anyị, ndị
Nifaị, n'agha. Ma na [a]ndị eze
anyị nile na ndị ndu anyị nile
bụ ndị dike n'ime okwukwe nke
Onye-nwe; ma ha kuziri ndị
ahụ ụzọ nile nke Onye-nwe;
ya mere, anyị guzogidere ndị
Leman ma zachapụ ha site
[b]n'ala anyị nile, ma malite iwu-
si obodo-ukwu anyị nile ike,
ma-ọbụ ebe nile ọbụla nke nke-
ta anyị.
8 Ma anyị mụbara karịa, ma
gbasasịa n'elu iru nke ala ahụ,
ma baa ụba karịa n'ọla-edo, na
ọla-ọcha, na n'ihe nile dị oke-
ọnụ-ahịa, ma n'ọmarịcha ọrụ-
aka nke osisi, n'iwu ụlọ, na
n'igwe-ọrụ, na kwa n'igwe na
ọla-kọpa, na bras na igwe, na-
eme ụdị ngwa-ọrụ nile n'ụdị
ọbụla iji kọọ ala, ma [a]ngwa-ọgụ
nile nke agha—e, arọ pịrị ọnụ
nkọ, na ọbọ arọ, na ube-nta ọnụ
gịrị-gịrị, na ube dị mfe ntụpụ
na njikere nile maka agha.
9 Ma otu a ka anyị dị na njike-
re izute ndị Leman, ha emeghị
nke ọma n'imegide anyị. Ma
okwu nke Onye-nwe ka a chọ-
pụtara n'ezi okwu, nke ọ gwara
ndị nna anyị ha, na-asị na:
Ọbụrụraa na unu ga-edebe
iwu-nsọ m nile unu ga-eme nke
ọma n'ala ahụ.
10 Ma o wee ruo na ndị-amụ-
ma nile nke Onye-nwe majara
ndị nke Nifaị, dịka okwu
Chineke siri dị, na ọbụrụ na
ha edebeghị iwu-nsọ nile ahụ,
ma daba n'ime njehie, a [a]ga-
ebibi ha site n'iru nke ala ahụ.
11 Ya mere, ndị-amụma nile,
na ndị nchụ-aja nile, na ndị nku-
zi nile, gbalịsiri ike, na-agba ndị
ha ume site n'ogologo-ntachị
obi ka ha nwee mgbalị; na-akụzi
[a]iwu nke Moses, na nzube nke e
jiri nye ya; na-agba ha ume [b]ile
anya chee Mesaịa iru, ma kwere

4*a* Alma 26:22;
Hil. 11:23;
OznỌd. 107:18–19.
NGAN Mkpughe.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
5*a* 2 Nif. 25:24;
Alma 34:13–14.
*b* Ọpụ. 35:2.
NGAN Ụbọchị Izu-ike.
*c* NGAN Ikwụtọ
Ikwuhie.
*d* NGAN Ikwuhie
Chineke, Nkwuhie
Chineke.
6*a* Jekọb 7:24; Inọs 1:20.
7*a* Jekọb 1:9, 11, 15.
*b* OkwMọm. 1:14.
8*a* Mosa. 10:8.
10*a* 1 Nif. 12:19–20;
Omnai 1:5.
11*a* Jekọb 4:5;
Alma 25:15–16.
*b* 2 Nif. 11:4;
Ita 12:18–19.

na ya ịbịa [c]ka a ga-asị na ọ bịa-
worịị. Ma otu a ka ha siri na
akụziri ha.
12 Ma o wee ruo na site n'ime
otu a ha debere ha site n'ịbụ
ndị [a]ebibiri n'iru nke ala ahụ;
n'ihi na ha mere ka ha [b]taa
onwe ha ụta site n'okwu ahụ,
na-esepụghị aka na-akpalite ha
icheghari̇.
13 Ma o wee ruo na narị afọ
abụọ na iri afọ atọ na afọ asatọ
agafewọrịị—site n'ụdị agha
nile, na ndọrọ-ndọrọ nile na
nghọtahịe nile, ruo na ohere
nke nnukwu oge.
14 Ma mụ, Jarọm, anaghị ede
karịa, n'ihi na epekele ndị
ahụ dị ntakịrị. Ma lee, ụmụnne
m nwoke, unu nwere ike ịga
[a]n'epekele ndị ọzọ nke Nifaị;
n'ihi na lee, n'elu ha ka a kanye-
re akụkọ-ndekọta nile maka
agha anyị nile, dịka odide nile
nke ndị eze, ma-ọbụ ndị nke ha
mere ka e depụta.
15 Ma a na m e nyefee epekele
ndị a n'aka nwa m nwoke,
Ọmnaị, ka e debe ha dịka [a]iwu
nile nke ndị nna m ha siri dị.

# Akwụkwọ nke Ọmnaị

*Ọmnaị, Amarọn, Kemịsh, Abinadọm, Amalakaị, nke ọbụla mgbe o ruru ya, na edebe akụkọ-ndekọta nile—Mosaịa wee chọpụta ndị Zarahemla, ndị sitere Jerusalem bịa n'ụbọchị nile nke Zedekaịa—Mosaịa ka e mere eze ha—Ndị agbụrụ Miulek bi na Zarahemla achọpụtawọrịị Koriantamọ, nke ikpe-azụ na ndị Jared—Eze Benjamịn wee sotebe Mosaịa—Ndị mmadụ kwesịrị inye mkpụrụ-obi ha dịka onyinye nye Kraịst. Ihe dịka n'afọ 323 ruo 130 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, o wee ruo na mụ, Ọmnaị,
ebe m nwetaworo iwu site
n'aka nna m, Jarọm, na m
ga-ede ihe ole na ole n'elu
epekele ndị a, idokwa akụkọ-
agbụrụ anyị.
2 Ya mere, n'ụbọchị m nile,
Ọ dị m ka unu mata na a lụrụ
m nnukwu ọgụ jiri mma-agha
ichekwa ndị m, ndị Nifaị, site
n'ịdaba n'aka ndị iro ha, ndị
Leman. Ma lee, mụ n'onwe m
bụ ajọọ-mmadụ, ma edebeghị m
iwu e dere ede na iwu-nsọ nile
nke Onye-nwe dịka m kwesịrị
ime.
3 Ma o wee ruo na narị afọ
abụọ na iri afọ asaa na isii aga-
fewọrịị, ma anyị nwere ọtụtụ
oge nke udo; ma anyị nwere
ọtụtụ oge nke agha dị mkpa na
mkwafu-ọbara. E, ma na mkpi-
risi, narị afọ abụọ na iri afọ
asatọ na abụọ agafewọrịị, ma e
debewo m epekele ndị a dịka
[a]iwu-nsọ nile nke nna m ha siri
dị; ma e nyefere m ha n'aka

11*c* 2 Nif. 25:24–27; Mosa. 3:13; 16:6.
12*a* Ita 2:10.
*b* Alma 31:5.
14*a* 1 Nif. 9:2–4.
15*a* Jekọb 1:1–4.

[ọmnaị]
**1** 3*a* Jekọb 1:1–4; Jarọm 1:15.

nwa m nwoke Amarọn. Ma a
na m akwụsị n'ebe a.
4 Ma ugbua mụ, Amarọn,
na-ede ihe ndị a ihe ọbụla nke
m dere, dị ole na ole, n'ime
akwụkwọ nke nna m.
5 Lee, o wee ruo na narị afọ
atọ na iri afọ abụọ agafewọrịị,
na mpaghara kacha n'omume
ọjọọ na ndị Nifaị ka e [a]bibiri.
6 N'ihi na Onye-nwe agaghị
ekwe, mgbe o dupụtaworo ha
site n'ala Jerusalem ma debe
ma chekwaa ha site n'ịdaba
n'aka ndị iro ha, e, ọ gaghị
ekwe na okwu ahụ nile agaghị
abụ ihe na-akwadoghị, nke ọ
gwara nna anyị ha, na-asị na:
Ọbụrụraa na unu agaghị edebe
iwu-nsọ m nile unu agaghị eme
nke ọma n'ala ahụ.
7 Ya mere, Onye-nwe letara ha
na nnukwu ikpe, otu o sila dị, O
debere ndị-ezi-omume ka ha
ghara ịla n'iyi, ma na ọ napụtara
ha site n'aka ndị iro ha.
8 Ma o wee ruo na e nyefere m
epekele ndị ahụ n'aka nwanne
m nwoke Kemịsh.
9 Ugbua mụ, Kemịsh, na-ede
ihe ole na ole m na-ede, n'ime
otu akwụkwọ ahụ mụ na nwan-
ne m nwoke; n'ihi na lee, a
hụrụ m nke ikpe-azụ nke o
dere, na o dere ya n'aka nke ya;
ma o dere ya n'ụbọchị ahụ nke
o nyefere ha n'aka m. Ma n'ụdị
dị otu a ka anyị na-edebe akụkọ-
ndekọta nile, n'ihi na ọ bụ dịka
iwu-nsọ nile nke nna anyị ha siri
dị. Ma a na m akwụsị n'ebe a.
10 Lee, mụ, Abinadọm, abụ m
nwa nwoke nke Kemịsh. Lee, o
wee ruo na a hụrụ m agha hie
nne na ndọrọ-ndọrọ n'etiti ndị
m, ndị Nifaị, na ndị Leman; ma
mụ, na mma-agha nke m, ewe-
rewo ndụ nke ọtụtụ ndị Leman
n'ime nchedo nke ụmụnne m
nwoke.
11 Ma lee, akụkọ-ndekọta nke
ndị a ka a kanyere n'elu epekele
nke dị n'aka ndị eze, dịka ọgbọ
nile siri dị; ma a mataghị m ma-
ka mkpughe ọbụla ma ọbụghị
nke ahụ e deworo, ọbụghị ma-
ọbụ ibu-amụma; ya mere, nke
ahụ zuworo ka e deworo. Ma a
na m akwụsị n'ebe a.
12 Lee, abụ m Amalakaị, nwa
nwoke nke Abịnadọm. Lee, a
ga m agwa unu okwu di añaa
gbasara Mosaịa, onye e mere eze
n'ala Zarahemla; n'ihi na lee, ya
ebe adoworo ya aka na ntị site
n'aka Onye-nwe na ọ ga-agbapụ
site n'ala nke [a]Nifaị, ma ndị nile
ga-aña ntị n'olu Onye-nwe [b]ga-
apụ kwa site n'ala ahụ soro ya
baa n'ime ọzara ahụ—
13 Ma o wee ruo na o mere
dịka Onye-nwe nyeworo ya
iwu. Ma ha pụrụ site n'ala ahụ
gbaba n'ime ọzara, ndị nile nwe-
re ike ñaa ntị n'ọlụ Onye-nwe;
ma a na-edu ha site n'ọtụ-
tụ nkwusa ozi-ọma na ibu amụ-
ma. Ma a dọrọ ha aka na ntị
na-esepụghị aka site n'okwu
Chineke; ma a na-edu ha site
n'ike nke aka ya, gafee ọzara
ahụ, wee ruo mgbe ha bịaruru
n'ime ala ahụ nke a na-akpọ ala
nke Zarahemla.
14 Ma ha chọpụtara ndị mma-
dụ, ndị a na-akpọ ndị nke

5*a* Jarọm 1:9–10.
12*a* 2 Nif. 5:6–9.
*b* Jekọb 3:4.

[a]Zarahemla. Ugbua e nwere
nnukwu iñuri ọñụ n'etiti ndị
nke Zarahemla; na kwa Zara-
hemla ñụrị kwara ọñụ karịa,
n'ihi na Onye-nwe ezitawo ndị
nke Mosaịa ji [b]epekele nke bras
nke ihe dị n'ime ya bụ akụkọ-
ndekọta nke ndị Juu.
15 Lee, o wee ruo na Mosaịa
chọpụtara na [a]ndị Zarahemla
sitere na Jerusalem pụta n'oge
ahụ [b]Zedekaịa, eze nke Juda, e
bupụrụ ya na ndọkpụ n'agha
baa n'ime Babịlọn.
16 Ma ha gara njem n'ime ọza-
ra ahụ, ma a kpọtara ha site
n'aka nke Onye-nwe gafee nnu-
kwu mmiri nile ahụ, baa n'ime
ala ahụ ebe Mosaịa chọpụtara
ha; ma ha ebiwọrịị n'ebe ahụ
site n'oge ahụ gaa n'iru.
17 Ma n'oge ahụ Mosaịa chọ-
pụtara ha, ha adịworịị imerime
n'ọnụ-ọgụgụ karịa. Otu o sila dị,
ha enwewọrịị ọtụtụ agha na
ndọrọ-ndọrọ dị mkpa, ma ha
adawokwarịị site na mma agha
site n'oge ruo n'oge; ma asụsụ
ha agwawala ọgwa; ma ha ewe-
taghị [a]akụkọ-ndekọta nile ọbụ-
la, ma ha gọnarịrị ọnọdụ nke
Onye-okike ha; ma Mosaịa, ma
ọbụladị ndị nke Mosaịa, enwe-
ghị ike ịghọta ha.
18 Ma na o wee ruo na Mosaịa
mere ka a kuziere ha ihe n'asụ-
sụ ya. Ma o wee ruo na mgbe a
kụziworo ha ihe n'asụsụ nke
Mosaịa, Zarahemla nyere akụ-
kọ-agbụrụ nke ndị nna ya, dịka
o siri cheta; ma e dere ha, ma
ọbụghị n'epekele ndị a.
19 Ma o wee ruo na ndị Zara-
hemla, na ndị Mosaịa, [a]jikọtara
onwe ha; ma [b]Mosaịa ka ahọpụ-
tara ka ọ bụrụ eze ha.
20 Ma o wee ruo n'ụbọchị
nke Mosaịa, o nwere nnukwu
okwute e wetaara ya nke nwere
ihe ndị a kanyere n'elu ya; ma ọ
[a]sụgharịrị asụsụ ihe nkanye
ndị ahụ site n'onyinye na ike
nke Chineke.
21 Ma ha nyere nkọwasị ihe
banyere otu [a]Koriantamọ, na
ogbugbu nke ndị ya. Ma Ko-
riantamọ ka a chọpụtara site
n'aka ndị Zarahemla; ma o bi-
nyeere ha ruo ọnwa iteghete.
22 O kwukwara okwu ole na
ole gbasara ndị nna ya ha. Ma
nne na nna mbụ ya bịara site
[a]n'ụlọ elu tọwa ahụ, n'oge ahụ
Onye-nwe wetara [b]mgbagwọjụ
anya n'asụsụ nke ndị mmadụ
ahụ; ma imesi-ike nke Onye-
nwe wee dakwasị ha dịka ikpe
Ya nile siri dị, bụ nke zịrị-ezi;
ma [c]ọkpụkpụ ha nile dịna ma
gbasasịa n'ala nke di n'elu elu.
23 Lee, mụ, Amalakaị, ka a
mụrụ n'ụbọchị ndị nke Mosaịa;
ma e biwo m wee hụ ọnwụ ya;
ma [a]Benjamịn, nwa ya nwoke,
na-achị n'ọnọdụ ya.
24 Ma lee, a hụwo m, n'ụbọchị
nke eze Benjamịn, agha siri ike
na nnukwu ịkwafu ọbara n'eti-
ti ndị Nifaị na ndị Leman. Ma
lee, ndị Nifaị nwetara nnukwu

14*a* NGAN Zarahemla.
*b* 1 Nif. 3:3, 19–20; 5:10–22.
15*a* Mosa. 25:2.
*b* Jer. 39:1–10; Hil. 8:21.
17*a* Mosa. 1:2–6.
19*a* Mosa. 25:13.
*b* Omnai 1:12.
20*a* Mosa. 8:13–19. NGAN Ọhụ-ụzọ.
21*a* Ita 12:1. NGAN Kọrịantamọ.
22*a* Ita 1:1–5.
*b* Jen. 11:6–9; Mosa. 28:17; Ita 1:33.
*c* Mosa. 8:8.
23*a* OkwMọm. 1:3.

uru karịa ha; e, nke mere na
eze Benjamịn chụpụrụ ha site
n'ala Zarahemla.
25 Ma o wee ruo na a malitere
m ịka-nka; ma, ebe m na-enwe-
ghị mkpụrụ-afọ, ma, ebe m ma-
tara eze [a]Benjamịn na ọ bụ onye
ezi-omume n'iru Onye-nwe, ya
mere, a ga m [b]enye ya epekele
ndị a, na-agba mmadụ nile ume
ka ha bịakwute Chineke, Onye-
Nsọ nke Israel, ma kwere n'i-
bu-amụma, na mkpughe nile,
na n'nkwusa ozi nke ndị mụọ-
ozi, na n'onyinye nke ikwu n'a-
sụsụ dị iche iche, na n'onyinye
nke ịsụgharị asụsụ dị iche iche,
na n'ihe nile ndị dị [c]mma; n'ihi
na ọdịghị ihe ọbụla dị mma ma
ọbụghị na o sitere n'aka Onye-
nwe bịa; ma nke ahụ bụ ihe
ọjọọ sitere n'aka ekwensu bịa.
26 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke m hụrụ n'anya, ọ dị m ka unu
[a]bịakwute Kraịst, onye bụ
Onye-Nsọ nke Israel, ma keta
oke na nzọpụta ya, na ike nke
mgbapụta ya. E, bịakwute ya,
ma [b]nye mkpụrụ-obi unu nile
dịka [c]ihe-onyinye nye ya, ma
ga n'iru [d]n'ibu ọnụ na ikpe-
ekpere, ma nọgide ruo ọgwụ-
gwụ; ma ebe ọbụ na Onye-nwe
na-adị ndụ a ga-azọpụta unu.
27 Ma ugbua a ga m ekwutu
ihe ole na ole gbasara ọnụ-ọgụ-
gụ ndị nke gbagoro n'ime ọza-
ra ahụ ịlaghachi ala nke Nifaị;
n'ihi na e nwere ndị bara ụba
n'ọnụ-ọgụgụ ndị chọsịrị ike
inwere ala nke nketa ha.
28 Ya mere, ha gbagoro n'ime
ọzara ahụ. Ma onye-ndu ha ebe
ọ bụ onye gbasiri ike na dike,
na onye na-akpọ ekwe-nkụ,
ya mere o butere ndọrọ-ndọrọ
n'etiti ha; ma ha nile ka e [a]gbu-
sịrị, ma ọbụghị iri ise, n'ime
ọzara, ma ha laghachịrị ọzọ
n'ala nke Zarahemla.
29 Ma o wee ruo na ha kpọọrọ
kwara ndị ọzọ batụrụ ụba n'ọ-
nụ-ọgụgụ, ma were njem ha
ọzọ n'ime ọzara ahụ.
30 Ma mụ, Amalakaị, nwere
nwanne nwoke, onye nke so-
kwara ha gaa; ma ke mgbe ahụ,
amataghị m ihe gbasara ha. Ma
ọ fọdụrụ nwantịntị ka m dina
ala n'ime ili m; ma [a]epekele ndị
a ejuwo. Ma abịa m na ngwụ-
cha nke ikwu okwu m.

# OKWU NILE NKE MỌMỌN

*Mọmọn wee dee epekele ndị nnukwu nke Nifaị na nke-nke — O wee debekọta epekele ndị nke ntakịrị na epekele ndị nke ọzọ — Eze Benjamịn wee hiwe udo n'ala ahụ. Ihe dịka n'afọ 385 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

25*a* OkwMọm. 1:17–18; Mosa. 29:13.
*b* OkwMọm. 1:10.
*c* Alma 5:40; Ita 4:12; Moro. 7:15–17.
26*a* Jekọb 1:7; Alma 29:2; Moro. 10:32.
*b* NGAN Chụọ-aja, Ịchụ-aja.
*c* 3 Nif. 9:20.
*d* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
28*a* Mosa. 9:1–4.
30*a* 1 Nif. 6:1–6.

MA ugbua mụ, [a]Mọmọn,
ebe m chọworo ka m nye-
fee akụkọ-ndekọta ahụ nke m
nọworo na-eme n'aka nke nwa
m nwoke, Moronaị, lee a hụwo
m, ọfọdụrụ ntakịrị ka ọbụrụ
mbibi nile nke ndị m, ndị Nifaị.
2 Ma ọ bụ [a]ọtụtụ narị afọ ka
Kraịst bịaworo ka m nyere ihe
akụkọ-ndekọta ndị a n'aka nwa
m nwoke; ma a na m ewere na ọ
ga-ahụ mbibi nile nke ndị m.
Mana ka Chineke mee ka o die
ha dịrị ndụ, ka o wee detu ihe
ole na ole gbasara ha, na ihe
ole na ole gbasara Kraịst, na
eleghị anya otu ụbọchị ọ ga-
abara ha [b]uru.
3 Ma ugbua, a na m ekwu ihe
ole na ole gbasara ihe nke m de-
woro; n'ihi na mgbe m deworo
na [a]nke-nke site [b]n'epekele nke
Nifaị, ruo n'ọchịchị nke eze
Benjamịn a, onye nke Amalakaị
kwuru maka ya, a chọrọ m n'e-
titi ihe [c]akụkọ-ndekọta ahụ nke
e nyefeworo n'aka m abụọ, ma
a chọtara m epekele ndị a, nke
ihe dị n'ime ya bụ nkọwasị nta-
kịrị nke a maka ndị-amụma
nile, site na Jekọb gbada ruo
n'ọchịchị nke eze [d]Benjamịn, na
kwa ọtụtụ okwu nile nke
Nifaị.
4 Ma ihe nile nke dị n'elu epe-
kele ndị a [a]na-amasị m, n'ihi
amụma nile maka ọbịbịa Kraịst;
na ndị nna m ha matara na
ọtụtụ n'ime ha ka e mezuworo;
e, ma a matakwara m na ka
ha ra bụ ihe nile nke e buworo
n'amụma gbasara anyị gbada
ruo n'ụbọchị nke a ka e mezu-
woro, ma ka ha ra bụ ndị
nke gafere ụbọchị nke a ga-
emezurịrị n'ezie—
5 Ya mere, a họọrọ m [a]ihe ndị a,
ka m wee mechaa ihe akụkọ-
ndekọta m n'elu ha, nke ihe fọ-
dụrụ n'akụkọ-ndekọta m a ga
m ewere site [b]n'epekele nke
Nifaị; ma apụghị m ide [c]otu
ụzọ na narị ụzọ nke ihe nile nke
ndị m.
6 Ma lee, a ga m ewere epekele
ndị a, nke ihe dị n'ime ya bụ
ibu-amụma nile ndị a na mkpu-
ghe nile, ma tinyekọta ha na
ụfọdụ n'ime ihe akụkọ-ndekọ-
ta m, n'ihi na ha bụ ihe nke m
chọrọ; ma a matara m na ha
ga-abụ kwa ihe ụmụnne m
nwoke chọrọ.
7 Ma a na m eme nke a
maka [a]ebum-n'obi nke amami-
he; n'ihi na otu a ka ọ na-agba-
nyere m izu, dịka ọrụ nile nke
Mụọ nke Onye-nwe nke dị
n'ime m siri dị. Ma ugbua, a
matachaghị m ihe nile; ma na
Onye-nwe [b]matara ihe nile nke
ga-abịa; ya mere, ọ na-arụ ọrụ
n'ime m ime dịka ọchịchọ ya
siri dị.

[okwu nile nke mọmọn]
**1** 1*a* 3 Nif. 5:9–12;
Mọm 1:1–4; 8:1, 4–5.
ngan Mọmọn,
Onye-amụma Nifaị.
2*a* Mọm 6:5–6.
*b* OznỌd. 3:16–20.
3*a* OznỌd. 10:44.
*b* OznỌd. 10:38–40.
*c* Mosa. 1:6;
Hil. 3:13–15;
Mọm 4:23.
*d* Omnai 1:23.
4*a* 1 Nif. 6:5.
5*a* nb Ihe nile na-atọ ya
ụtọ, a kpọtụrụ ọnụ
na ama-okwu nke 4.
*b* 1 Nif. 9:2.
*c* 3 Nif. 5:8–11; 26:6–12.
7*a* 1 Nif. 9:5; 19:3;
OznỌd. 3:12–20;
10:1–19, 30–47.
*b* ngan Onye Pụrụ
Ịma Ihe nile.

8 Ma [a]ekpere m nye Chineke bụ gbasara ụmụnne m nwoke, ka ha nwe ike otu ugboro ọzọ bịa n'ọmụma nke Chineke, e, mgbapụta nke Kraịst; ka ha nwe ike otu ugboro ọzọ bụrụ ndị a na [b]enwe mmasị maka ha.

9 Ma ugbua mụ, Mọmọn, na-aga n'iru imechapụ ihe akụkọ-ndekọta m, nke m na-eweta site n'epekele ndị nke Nifaị; ma a na m eme ya dịka mmụta na nghọta nke Chineke nyeworo m siri dị.

10 Ya mere, o wee ruo na mgbe Amalakaị [a]nyefeworo epekele ndị a n'ime aka abụọ nke eze Benjamịn, o weere ha ma tinyekọta ha [b]n'epekele ndị nke ọzọ, nke ihe dị n'ime ha bụ akụkọndekọta nile nke e nyedataworo site n'aka [c]ndị eze nile, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ wee ruo n'ụbọchị nke eze Benjamịn.

11 Ma e nyedatara ya site n'eze Benjamịn, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ wee ruo mgbe ha danyeworo [a]n'aka m. Ma mụ, Mọmọn, na-ekpere Chineke ka e wee chekwaa ha site n'oge a gaa n'iru. Ma a matara m na a ga-echekwa ha; n'ihi na e nwere ọtụtụ nnukwu ihe e dere n'elu ha, site n'ime nke a ka a [b]ga-ekpe ndị m na ụmụnne ha nwoke ikpe na nnukwu ụbọchị ikpe-azụ ahụ; dịka okwu Chineke nke e dere ede siri dị.

12 Ma ugbua, gbasara eze Benjamịn a — o nwere ihe dị ka ndọrọ-ndọrọ n'etiti ndị nke ya.

13 Ma o wee ruo kwa na ndịagha nile nke ndị Leman bịara ndịda site [a]n'ala nke Nifaị, ịlụ agha megide ndị ya. Ma lee, eze Benjamịn kpọkọtara ndị agha ya nile, ma ọ nọgidere ha; ma ọ lụrụ ọgụ site n'ume nke aka nke onwe ya, jiri [b]mma agha Leban.

14 Ma n'ume nke Onye-nwe ha lụrụ ọgụ megide ndị iro ha, ruo mgbe ha gbuworo ọtụtụ puku n'ime ndị Leman. Ma o wee ruo na ha lụrụ ọgụ megide ndị Leman ruo mgbe ha chụpụsịworo ha site n'ala nile nke nketa ha.

15 Ma o wee ruo na mgbe e nwesịworo [a]ndị Kraịst ụgha, ma ọnụ ha nile ka emechisịworo, ma nye ha ntaram-ahụhụ dịka imebi iwu ha nile siri dị.

16 Ma mgbe e nwesịworo ndịamụma-ụgha, na ndị na ekwusa ozi-ọma na ndị nkuzi ụgha n'etiti ndị ahụ, ma ndị a nile ebe ataworo ha ahụhụ dịka mmebi iwu ha nile siri dị; ma mgbe e nwesịworo nnukwu ndọrọndọrọ na ọtụtụ nnupụ-isi pụọ ruo ndị Leman, lee, o wee ruo na eze Benjamịn, site na enye m aka nke [a]ndị-amụma dị-nsọ ndị nọ n'etiti ndị ya —

17 N'ihi na lee, eze Benjamịn bụụrụ [a]nwoke dị nsọ, ma ọ

8*a* 2 Nif. 33:3–4; Inọs 1:11–12.
*b* 2 Nif. 30:6.
10*a* Omnai 1:25, 30.
*b* 1 Nif. 9:4.
*c* Jarọm 1:14.
11*a* 3 Nif. 5:8–12; Mọm 1:1–5.
*b* 2 Nif. 25:18; 29:11; 33:11–15; 3 Nif. 27:23–27.
13*a* Omnai 1:12.
*b* 1 Nif. 4:9; 2 Nif. 5:14; Jekọb 1:10; Mosa. 1:16; OznỌd. 17:1.
15*a* NGAN Imegide Kraịst.
16*a* Inọs 1:22.
17*a* Alma 13:26.

chịrị ndị ya n'ezi-omume; ma e nwere ọtụtụ ndị nwoke dị nsọ n'ala ahụ, ma ha kwuru okwu Chineke [b]n'ike na n'ikike nke iwu; ma ha jiri nnukwu [c]ịdị nkọ n'ihi ịkpọ-ekwe-nkụ nke ndị mmadụ—

18 Ya mere, site n'inye aka nke ndị a, eze Benjamịn, site n'ịrụ ọrụ jiri ike nile nke arụ ya na ike nghọta nke mkpụrụ-obi ya nile, na kwa ndị-amụma nile, wee hiwe udo n'ala ahụ otu ugboro ọzọ.

# Akwụkwọ nke Mosaịa

## ISI 1

*Eze Benjamịn wee kuziere ụmụ ya asụsụ na amụma nile nke ndị nna ha—Okpukpe-chi na mmepe-anya ha ka e chekwaworo n'ihi ihe akụkọ-ndekọta nile e debere n'epekele nile dị iche iche—Mosaịa ka a họpụtara dịka eze ma nye ọrụ ilekọta ihe akụkọ-ndekọta nile na ihe ndị ọzọ nile. Ihe dịka n'afọ 130 ruo 124 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua e nweghị kwa ndọrọ-ndọrọ ọzọ [a]n'ala nile nke Zarahemla, n'etiti ndị nile bụ ndị nke eze Benjamịn, nke mere na eze Benjamịn nwere udo esepụghị aka ụbọchị nile nke fọdụrụ ya.

2 Ma o wee ruo na o nwere ụmụ-nwoke atọ; ma ọ kpọrọ aha ha Mosaịa, na Hilorụm, na Hilaman. Ma o mere ka e wee [a]kụziere ha ihe [b]n'asụsụ nile nke nna ya ha, na site na nke a ha ga-aghọ ndị nwere nghọta; ma na ha ga-amata gbasara amụma nile nke e kwuworo site n'ọnụ nile nke ndị nna ha, nke e nyere ha site n'aka nke Onye-nwe.

3 Ma ọ kuzịkwara ha gbasara ihe akụkọ-ndekọta nile ndị a kanyere n'elu epekele nile nke bras, na-asị: Ụmụ m nwoke, ọ dị m ka asị na unu ga-echeta na asị na ọbụghị maka [a]epekele ndị a, ndị nwere ihe akụkọ-ndekọta nile ndị a na iwu-nsọ ndị a, anyị ga-atawọrịị ahụhụ [b]na-amaghị ama, ọbụna n'oge ugbua, na-amataghị ihe omimi nile nke Chineke.

4 N'ihi na o kweghị omume na nna anyị, Lihaị, gaara enwe ike icheta ihe nile ndị a, ịkụziri ha ụmụ ya, ma ọbụghị na e nwere enye m-aka nke epekele ndị a; n'ihi na ya, ebe a kuziworo ya [a]n'asụsụ nke ndị Ijipt, ya mere o nwere ike ịgụpụta ihe nkanye ndị a, ma kuziere ha ụmụ ya, nke bụ na site na ya ha ga-akụziri ha ụmụ ha, ma site otu a mezuo iwu-nsọ nile nke Chineke, ọbụna gbada ruo oge ugbua.

5 A sị m unu, ụmụ m nwoke,

17*b* Alma 17:2–3.
*c* Moro. 9:4; OznỌd. 121:41–43.

[mosaịa]
**1** 1*a* Omnai 1:13.
2*a* Mosa. 4:14–15; OznỌd. 68:25, 28.
*b* Mọm 9:32.
3*a* ngan Ekpele nile.
*b* Alma 37:8–9.
4*a* A—JS 1:64.

asị na ọbụghị maka ihe ndị a,
nke e debeworo ma [a]chekwaa
site n'aka nke Chineke, ka anyị
nwe ike [b]gụọ ma ghọta maka
[c]ihe omimi ya nile, ma jide iwu-
nsọ ya nile oge nile n'iru anya
anyị, na ọbụna nna anyị ha
gaara ala azụ n'ekweghị ekwe,
ma anyị gaara adị ka ụmụnne
anyị nwoke, ndị Leman, ndị
n'enweghị ihe ha matara gba-
sara ihe ndị a, ma ọbụna anaghị
ekwere ha mgbe a kụziri ha ya,
n'ihi [d]omenala nile nke ndị nna
ha, ndị n'ezighị ezi.
6 O ụmụ m nwoke, ọ ga-adị m
mma ma asị na unu ga-echeta na
okwu ndị a bụ ezi-okwu, na
kwa na ihe akụkọ-ndekọta nile
ndị a bụ [a]ezi-okwu. Ma lee, epe-
kele ndị nke Nifaị kwa, nke ihe
dị n'ime ha bụ akụkọ-ndekọta
na okwu nile nke ndị nna anyị
ha site n'oge ha hapụrụ Jerusa-
lem ruo ugbua, ma ha bụ ezi-
okwu; ma anyị nwere ike ịmata
maka ịbụ ezi-okwu ha n'ihi na
anyị nwere ha n'iru anya anyị.
7 Ma ugbua, ụmụ m nwoke, ọ
ga-adị m mma ka unu na-eche-
ta [a]ịchọsị ha ike, ka unu wee
nweta uru na ya; ma ọ ga-adị m
mma ka unu [b]na-edebe iwu-nsọ
nile nke Chineke, ka unu wee
[c]mee nke ọma n'ala ahụ dịka
[d]nkwa nile ahụ nke Onye-nwe
kwere ndị nna anyị ha.
8 Ma ọtụtụ ihe ndị ọzọ ka eze
Benjamịn kụziri ụmụ ya ndị
nwoke, ndị a na-edeghị n'ime
akwụkwọ a.
9 Ma o wee ruo na mgbe eze
Benjamịn ruru na ngwụcha nke
ịkụziri ụmụ ya nwoke ihe, na ọ
kara nka, ma ọ hụrụ na n'oge
na-adịghị anya na ya ga-agarịrị
ụzọ nke ụwa nile; ya mere, o
chere ya ihe dị mkpa na ya ga-
enyefe ala-eze ahụ n'aka otu
n'ime ụmụ ya ndị nwoke.
10 Ya mere, o mere ka a kpọta
Mosaịa n'iru ya, ma ndị a bụ
okwu ndị ọ gwara ya, na-asị:
Nwa m nwoke, ọ ga-adị m mma
ka ị mee nkwupụta n'ala a nile
n'etiti ndị a nile, ma-ọbụ [a]ndị
Zarahemla, na ndị nke Mosaịa
ndị bi n'ala ahụ, na site na ya a
ga-akpọkọta ha ọnụ; n'ihi na
echi ya a ga m ekwupụtara ndị
nke m a site n'ọnụ nke m na ị bụ
[b]eze na onye-ọchịchị nye ndị a,
nke Onye-nwe Chineke anyị
nyeworo anyị.
11 Ma nke ka nke, a ga m enye
ndị a [a]aha, na site na ya ha
ga-adị iche karịa ndị nile nke
Onye-nwe Chineke kpọpụta-
woro site n'ala Jerusalem; ma
nke a ka m na-eme n'ihi na ha
abụrụwọrịị ndị na-arụsi ọrụ ike
n'idebe iwu-nsọ nile nke Onye-
nwe.
12 Ma a ga m enye ha aha nke
a na-enweghị ike ehichapụ, ma
ọbụghị site na [a]njehie.

5*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile ka a ga-echekwa.
*b* Deut. 6:6–8.
*c* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
*d* Mosa. 10:11–17.
6*a* 1 Nif. 1:3; 2 Nif. 33:10–11; Moro. 10:27.
7*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
*b* Mosa. 2:22; Alma 50:20–22.
*c* Abụọma 122:6; 1 Nif. 2:20.
*d* Alma 9:12–14.
10*a* Omnai 1:14.
*b* Mosa. 2:30.
11*a* Mosa. 5:8–12.
12*a* NGAN Mmehie.

13 E, ma nke ka nke asị m gị, na ọbụrụ na ndị a Onye-nwe gosịworo iru ọma dị elu ga-adaba n'ime [a]njehie, ma ghọọ ndị ajọọ-omume na ndị na-akwa iko, na Onye-nwe ga-enyefe ha, na site otu a ha ghọọ ndị [b]na-adịghị ike dịka ụmụnne ha nwoke; ma ọ gaghị [c]echekwa ha ọzọ site n'ike ya na-enweghị atụ ma dị ịtụ n'anya, dịka o siworo tutu ruo ugbua chekwaa ndị nna anyị ha.
14 N'ihi na a sị m unu, na ọbụrụ na o setịpughịrịị aka ya n'ichekwa ndị nna anyị ha, ha gaara adabarịrị n'aka nke ndị Leman, ma ghọọ ndị ejiri chụọ aja nke ịkpọ-asị ha.
15 Ma o wee ruo na mgbe eze Benjamịn bịaworo na ngwụcha nke ikwu okwu ndị a nye nwa ya nwoke, na o nyere ya ikike gbasara ihe nile a na-eme n'alaeze ahụ.
16 Ma nke ka nke, o nyekwara ya ikike gbasara ihe akụkọ-ndekọta nile ndị a kanyere n'elu [a]epekele nke bras; na kwa epekele nke Nifaị; na kwa, [b]mma agha nke Leban, na [c]bol ahụ maọbụ nduzi-ụzọ ahụ, nke duru nna anyị ha gafee ọzara ahụ, nke e doziri site n'aka nke Onyenwe na site na ya a ga-edu ha, onye ọbụla dịka mmata na ịrụsi ọrụ ike nke ha nyere ya siri dị.
17 Ya mere, otu ha bụrịị ndị na-enweghị okwukwe ha emeghị nke ọma ọbụghị ma ha gara n'iru na njem ha, mana a [a]chụghachịrị ha azụ, ma nweta enweghị mmasị nke Chineke nye onwe ha; ma ya mere a pịara ha ihe ọpịpịa nke ụnwụ na nnukwu mkpagbu, ịkwalite ha na ncheta nke ọrụ ha.
18 Ma ugbua, o wee ruo na Mosaịa gara ma mee dịka nna ya nyeworo ya iwu, ma kwupụtara ndị nile ahụ nọ n'ala nke Zarahemla na site na nke ahụ ha ga-akpọkọta onwe ha ọnụ, ịgalite ruo na temple, ịnụ okwu ndị nke nna ya ga-agwa ha.

## ISI 2

*Eze Benjamịn wee gwa ndị ya okwu — O wee gụgharịa izi-ezi ahụ, akpaghị oke, na ndụ nke mụọ dị n'ọchịchị ya — O wee dụọ ha ọdụ ijere Eze ha nke Elu-igwe ozi — Ndị na-enupu-isi megide Chineke ga-ata nnukwu ahụhụ mgbu dịka ọkụ a na-apụghị imenyụ emenyụ. Ihe dịka n'afọ 124 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na mgbe Mosaịa meworo dịka nna ya nyeworo ya iwu, ma mewokwa nkwupụta n'akụkụ ahụ nile, nke mere na ndị ahụ kpọkọtara onwe ha ọnụ n'akụkụ ahụ nile, ka ha wee gbagoo na temple ịnụrụ okwu ndị ahụ nile nke eze Benjamịn ga-agwa ha.
2 Ma e nwere nnukwu ọnụọgụgụ, ọbụna dị ezi ọtụtụ nke ha na-agụtaghị ha ọnụ; n'ihi na ha amụbawo karịa ma gbasie nnukwu ike n'ala ahụ.

13*a* Ndị-Hib 6:4–6.
*b* Hil. 4:24–26.
*c* OznỌd. 103:8–10.
16*a* Mosa. 1:3.
*b* 1 Nif. 4:8–19; OkwMọm. 1:13; OznỌd. 17:1.
*c* 1 Nif. 16:10.
17*a* 1 Nif. 18:12–13.

3 Ma ha werekwara [a]ụmụ-mbụ
nke igwe anụ ha, ka ha wee
[b]chụọ aja na [c]onyinye-nsure ọkụ
nile [d]dịka iwu nke Moses siri dị;
4 Na kwa ka ha wee nye Onye-
nwe Chineke ha ekele, onye
kpọpụtaworo ha site n'ala nke
Jerusalem, na onye napụtawo-
ro ha site n'aka nke ndị iro ha,
ma [a]họpụta ndị-ezi-omume ka
ha bụrụ [b]ndị nkuzi ha, na kwa
onye-ezi-omume ka ọ bụrụ eze
ha, onye nke tọrọ ntọ-ala udo
[c]n'ala nke Zarahemla, na onye
kuziworo ha [d]idebe iwu-nsọ
nile nke Chineke, ka ha wee
ñụrịa ma jupụta [e]n'ịhụnanya
n'ebe Chineke na mmadụ
nile nọ.
5 Ma o wee ruo na mgbe ha
bịaruru na temple, ha rụnyere
ụlọ ikwuu ha nile gburu-gbu-
ru, nwoke ọbụla dịka [a]ezi na
ụlọ ya siri di, nke ndị nọ n'ime
ya bụ nwunye ya, na ụmụ ya
nwoke, ụmụ ya nwanyị, na ụmụ
ha nwoke, na ụmụ ha nwanyị,
site na nke kachasị okenye gba-
da ruo na nke kachasị nwata, ezi
na ụlọ ọbụla nọdụrụ iche, otu
site n'ibe ya.
6 Ma ha rụnyere ụlọ ikwuu ha
gbaa-gburu-gburu temple ahụ,
nwoke ọbụla nwere [a]ụlọ-ịkwuu
ya tinyere ọnụ-ụzọ dị na ya chee
iru na temple, ka ha wee nọdụ
n'ime ụlọ-ịkwuu ha ma nụrụ
okwu nile nke eze Benjamịn ga-
agwa ha;
7 N'ihi na igwe mmadụ ahụ,
ebe ha dị nnọọ nnukwu nke na
eze Benjamịn enweghị ike ịkụ-
ziri ha nile n'ime ogige nke
temple, ya mere o mere ka e
wuo ụlọ-elu tọwa, ka site n'ebe
ahụ ndị ya ga-anụ okwu nile
nke ọ ga-agwa ha.
8 Ma o wee ruo na ọ malitere
ịgwa ndị ya okwu site n'ụlọ-elu
tọwa ahụ; ma ha nile enweghị
ike ịnụ okwu ya nile n'ihi
nnukwu igwe-mmadụ ahụ; ya
mere o mere ka e dee okwu nile
o kwuru ede ma zipụga ya n'e-
titi ndị ahụ na-anọghị n'okpu-
ru ụda olu ya, ka ha nwe ike
nata kwa okwu ya nile.
9 Ma ndị a bụ okwu ndị o
[a]kwuru ma mee ka e dee ede,
na-asị: Ụmụnne m nwoke, unu
nile ndị kpọkọtaworo onwe unu
ọnụ, unu ndị nwere ike ịnụ
okwu m nile nke m ga-agwa
unu n'ụbọchị taa; n'ihi na enye-
ghị m unu iwu ịgbagota n'ebe
a [b]igwuri egwu n'okwu nile
nke m ga-ekwu, kama ka unu
wee [c]ñaa m ntị, ma meghee ntị
unu nile ka unu wee nụrụ, na
[d]obi unu, ka unu wee ghọta, na
[e]echiche unu nile ka [f]ihe omimi
nile nke Chineke wee bụrụ ihe
a saghere ka unu hụ.
10 E nyeghị m unu iwu

**2** 3*a* Jen. 4:4.
*b* NGAN Chụọ-aja, Ịchụ-aja.
*c* 1 Nif. 5:9.
*d* 2 Nif. 25:24; Alma 30:3; 34:13–14.
4*a* NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku.
*b* Mosa. 18:18–22. NGAN Kụzie, Onye Nkụzi.
*c* Omnai 1:12–15.
*d* Jọn 15:10.
*e* NGAN Ịhụnanya.
5*a* NGAN Ezi na Ụlọ.
6*a* Ọpụ. 33:8–10.
9*a* Mosa. 8:3.
*b* OznỌd. 6:12.
*c* NGAN Naa-ntị.
*d* Mosa. 12:27; 3 Nif. 19:33.
*e* NGAN Uche.
*f* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.

ịgbagota n’ebe a ka unu wee
[a]tụọ m egwu, ma-ọbụ ka unu
wee na-eche na mụ n’onwe m
karịrị mmadụ na-anwụ anwụ.
11 Mana adị m ka unu onwe
unu, nọrọ n’okpuru ụdị adịghị
ike nile nke arụ na echiche;
mana ahọpụtawo m site n’aka
ndị a; ma e doro m nsọ site
n’aka nna m, ma e kwere site
n’aka nke Onye-nwe na m ga-
abụ onye-ọchịchị nye ndị a; ma
e debewo ma chekwaa m site
n’ike ya na-enweghị atụ, ijere
unu ozi site n’ike nile, echiche
na ume nke Onye-nwe nyewo-
ro m.
12 Asị m unu na dịka emeworo
ka m bie ụbọchị m nile n’ijere
unu ozi, ọbụna ruo n’oge a, na
achọbeghị [a]ọla edo ma-ọbụ ọla
ọcha ma-ọbụ ụdị akụ na ụba
ọbụla n’aka unu;
13 Ọbụghị ma e kwere m na a
ga-edebe unu n’ụlọ okpuru nke
ndị mkpọrọ, ma-ọbụ na unu ga-
eme ndị oru otu nye ibe ya, ma-
ọbụ na unu ga-egbu mmadụ,
ma-ọbụ pụnarị, ma-ọbụ zuo
ori, ma-ọbụ kwaa iko, ma ọbụ-
ghị na m kwere na unu ga-eme
ụdị ajọọ-omume ọbụla, ma a
kụziworo m unu na unu ga-ede-
be iwu-nsọ nile nke Onye-nwe,
n’ihe nile nke o nyeworo unu
n’iwu—
14 Ma ọbụna mụ, n’onwe m,
[a]arụwo ọrụ n’aka nke m ka m
wee jeere unu ozi, ma na a ga-
ghị ebo unu ibu arọ site n’ịtụ
ọtụtụ ụtụ, ma na onweghị ihe
ọbụla ga-abịakwasị unu nke
siri ike ịnagide—ma n’ihe nile
ndị a nke m kwuworo, unu
onwe unu bụ ndị aka-ebe n’ụ-
bọchị taa.
15 Mana, ụmụnne m nwoke,
emeghị m ihe ndị a ka m wee
tuo ọnụ, ọbụghị ma m na-akọ
ihe ndị a ka site n’ebe ahụ ka m
nwe ike bo unu ebubo, ma na
a na m agwa unu ihe ndị a ka
unu mata na m nwere ike ịza
[a]obi dị-ọcha n’iru Chineke n’ụ-
bọchị taa.
16 Lee, a sị m unu na n’ihi na
asịrị m unu na ebiwo m ụbọchị
m nile n’ijere unu ozi, a chọghị
m itu ọnụ, n’ihi na a nọwo m
nanị n’ije ozi nke Chineke.
17 Ma lee, a na m agwa unu ihe
ndị a ka unu wee mụta [a]amami-
he; ka unu mụta na mgbe unu
nọ [b]n’ijere [c]mmadụ ibe unu
ozi unu nọ nanị n’ije ozi nke
Chineke unu.
18 Lee, unu akpọwo m eze
unu; ma ọbụrụ na mụ, onye
unu kpọrọ eze unu, na-arụ ọrụ
[a]i jere unu ozi, mgbe ahụ o
kwesịghị ka unu na-arụ ọrụ
ijerịtara onwe unu ozi?
19 Ma lee kwa, ọbụrụ na m,
onye unu na-akpọ eze unu, onye
biworo ụbọchị ya nile n’ijere
unu ozi, ma nọworo n’ije ozi nke
Chineke, kwesịrị ịnata ekele
n’aka unu, o lee otu unu siri
kwesị [a]ikele eze unu nke elu-
igwe ekele!

10*a* NGAN Egwu,
Ịtụ-egwu.
12*a* Ọlndoz. 20:33–34.
14*a* 1 Ndị-Kọ 9:18.
15*a* NGAN Ime Mụọ.
17*a* NGAN Amamihe.
*b* Mat. 25:40;
Jemes 1:27;
OznỌd. 42:29–31.
NGAN Ije-ozi.
*c* NGAN Nwanne
Nwoke, Ụmụnna
Ndị-nwoke; Nwanne
Nwanyị.
18*a* Mat. 20:26–27.
19*a* NGAN Ekele, Inye-
ekele, Ju-n’ekele.

20 A sị m unu, ụmụnne m nwo-
ke, na ọbụrụ na unu ga-enye
ekele nile na [a]otuto nke mkpụ-
rụ-obi unu nwere ike inwe, nye
[b]Chineke ahụ onye keworo-unu,
ma debe ma chekwaa unu, ma
meworo na unu ga-añụrị ọñụ,
ma kwewo na unu ga-ebi n'udo
otu na ibe ya—
21 Asị m unu na ọbụrụ na unu
ga-eje ozi nye ya onye keworo
unu site na mmalite, ma ọ na-
echekwa unu site n'ụbọchị ruo
n'ụbọchị, site n'ịgbazinye unu
okuku-ume, ka unu wee dị ndụ
ma jeghariạ ma mee dịka [a]ọchị-
chọ nke onwe unu siri dị, ma
ọbụna ịkwado unu site n'otu
nwa-oge-nta ruo na nke ọzọ—
Asị m, ọbụrụ na unu ga-ejere
ya ozi site na mkpụrụ-obi unu
nile n'agbanyeghị unu ga-abụ
[b]ụmụ-oru na-abaghị uru.
22 Ma lee, ihe nile ọ chọrọ
n'aka unu bụ [a]idebe [b]iwu-nsọ
ya nile, ma o kwewo unu nkwa
na ọbụrụ na unu edebe iwu-nsọ
ya nile unu ga-eme nke ọma
n'ala ahụ; ma ọdịghị mgbe ọ
[c]na-agbanwe site n'ihe ahụ nke
o kwuworo; ya mere, ọbụrụ na
unu [d]na-edebe iwu-nsọ ya nile
ọ na-agọzi unu ma mee ka unu
mee nke ọma.
23 Ma ugbua, na mbụ, o kewo
unu, ma nye unu ndụ unu, nke
unu ji ya ụgwọ ya.
24 Ma nke abụọ, Ọ na-achọ ka
unu na-eme dịka o nyeworo
unu n'iwu; n'ihi na unu mee nke
a, ọ [a]na-agọzi unu otu mgbe
ahụ, ma ya mere ọ kwụwo unu
ụgwọ. Ma unu ka ji ya ụgwọ,
ma nọ, ma ga-anọ, ruo mgbe
nile na mgbe nile, ya mere, gịnị
ka unu nwere iji tuo ọnụ?
25 Ma ugbua ana m ajụ, unu
nwere ike ikwu ihe ọbụla maka
onwe unu? Ana m aza unu, E-e.
Unu agaghị asị na unu bụ ọbụ-
na ruo dịka uzuzu nke ala, ma
[a]e kere unu site [b]n'uzuzu nke
ala, ma lee, ọ bụ onye kere unu,
nwe ya.
26 Ma mụ, ọbụna mụ, onye
unu na-akpọ eze unu, adịghị m
mma karịa otu unu onwe unu
dị, n'ihi a bụ kwa m nke uzuzu.
Ma unu hụrụ na mụ akawo
nka, ma ọ fọdụrụ nwantịntị ka
m nyeghachị arụ a na-anwụ
anwụ n'aka nne ya aja.
27 Ya mere, dịka m gwara unu
na mụ ejeworo unu ozi, [a]na-aga
n'obi ọcha n'iru Chineke, ọbụ-
na otu a mụ n'oge a emewo ka
unu kpọkọta onwe unu ọnụ, ka
e wee hụta m onye na-enweghị
ụta, na ka [b]ọbara unu ghara
ịbịakwasị m, mgbe m ga-egu-
zoro ka Chineke kpee m ikpe
n'ihe nile ndị ahụ o nyeworo m
n'iwu gbasara unu.
28 Asị m unu na e mewo m ka
unu kpọkọta onwe unu ọnụ ka
m wee [a]sachapụ uwe m nile site

20*a* 1 Nif. 18:16.
*b* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
21*a* NGAN Ohere-Ihọrọ.
*b* Luk 17:7–10.
22*a* Lev. 25:18–19; 2 Nif. 1:9.
*b* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
*c* OznỌd. 3:1–2.
*d* OznỌd. 14:7; 58:2–3.
24*a* NGAN Gọzie, Gọziri, Ngọzi.
25*a* NGAN Kee, Okike.
*b* Jen. 3:19; Jekọb 2:21.
27*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jeghariạ.
*b* Jekọb 1:19.
28*a* Jekọb 2:2.

n'ọbara unu, n'oge dịka ugbua
mgbe ọ fọdụrụ m nwantịntị ịga
rịda n'ala ili m, ka m wee gaa
n'udo, ka [b]mụọ m nke na-adị-
ghị-anwụ anwụ wee sonye [c]ndị
otu-abụ nile n'elu n'ibụ abụ
otuto nke Chineke zịrị-ezi.
29 Ma nke ka nke, a sị m unu
na e mewo m ka unu kpọkọta
onwe unu ọnụ, ka m wee kwu-
pụtara unu na a gaghị m enwe
ike ịbụ kwa onye nkuzi unu,
ma-ọbụ eze unu;
30 N'ihi na ọbụna n'oge a, arụ
m nile na-ama jijiji karịa ebe m
na-anwa ike m ịgwa unu okwu;
ma na Onye-nwe Chineke na-
akwado m, ma o kwewo ka m
gwa unu okwu, ma o nyewo m
iwu ka m kwupụtara unu n'ụ-
bọchị nke a, na nwa m nwoke
Mosaịa bụ eze na onye-ọchịchị
nye unu.
31 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, o dị m ka unu na-eme dịka
unu na-eme ruo ugbua. Dịka
unu debeworo iwu-nsọ m nile,
na kwa iwu-nsọ nile nke nna m,
ma bụrụ ndị meworo nke ọma,
ma ewe debe unu site n'ịdaba
n'aka nke ndị iro unu nile, ọbụ-
na otu a, ọbụrụ na unu ga-ede-
be iwu-nsọ nile nke nwa m, ma-
ọbụ iwu-nsọ nile nke Chineke
nke ọ ga-enyefe unu, unu ga-
eme nke ọma n'ala ahụ, ma ndị
iro unu nile agaghị enwe ike
imegide unu.
32 Mana, O ndị m, kpachapụ-
nụ anya na eleghị-anya ka agha-
ra inwe [a]ndọrọ-ndọrọ ga-adapụ-
ta n'etiti unu, ma unu ahọrọ
irube isi nye mụọ ọjọọ nke nna
m Mosaịa kwuru maka ya.
33 N'ihi na lee, o nwere ahụhụ
e kwụpụtara ga-adakwasị onye
ga-ahọrọ irube-isi nye mụọ ahụ;
n'ihi na ọbụrụ na ọ họọrọ irube-
re ya isi, ma nọgide ma nwụọ
n'ime mmehie ya nile, onye
ahụ na-añụ [a]ọmụma-ikpe nye
mkpụrụ-obi nke ya; n'ihi na ọ
na-nata n'ọkwụkwụ-ụgwọ ya,
[b]ntaram-ahụhụ mgbe nile na-
adigide, ebe o jehieworo iwu
nke Chineke ahụ megide ihe
nke ya na onwe ya matara.
34 A sị m unu, na e nweghị
onye ọbụla n'etiti unu ma ọbụ-
ghị ma ha bụ ụmụ-ntakịrị unu
ndị a na-akụzibereghị gbasara
ihe ndị a nile, ma nke na-amata-
ghị na unu ji ụgwọ ebighi-ebi
nye Nna unu nke elu-igwe, ịnye
ya ihe nile nke unu nwere ma
bụrụ; na kwa akụziworo unu
gbasara akụkọ-ndekọta nile nke
ihe dị n'ime ya bụ amụma nile
nke e kwuworo site n'ọnụ ndị-
amụma dị nsọ, ọbụna gbada ruo
n'oge nna anyị, Lihaị, hapụrụ
Jerusalem;
35 Na kwa, ihe nile e kwuworo
site n'ọnụ nna anyị ha ruo
ugbua. Ma lee, ọzọ, ha kwuru
ihe ndị Onye-nwe nyere ha
n'iwu; ya mere, ha zịrị ezi bụrụ
ezi-okwu.
36 Ma ugbua, a sị m unu,
ụmụnne m nwoke, na mgbe
unu mataworo ma a kụziekwa-
ra unu ihe ndị a nile, ọbụrụ na
unu ga-ejehie ma gaa na mme-
gide nke ihe e kwuworo, na

28*b* ngan Mụọ.
*c* Mọm 7:7.
32*a* 3 Nif. 11:29–30.
33*a* ngan Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
*b* OznỌd. 19:6, 10–12.

unu ga-ewezuga onwe unu site
na Mụọ nke Onye-nwe, na ọ
gaghị enwe ọnọdụ n'ime unu
iduzi unu n'ụzọ amamihe nile
ka unu wee dị ngọzi, mee nke
ọma, na nchekwa—
37 A sị m unu, nwoke ahụ nke
na-eme nke a, onye ahụ na-
apụta ìhè na [a]nnupụ-isi megide
Chineke; ya mere ọ chọrọ irube
isi nye mụọ ọjọọ ahụ ma ghọọ
onye-iro nke ezi-omume nile;
ya mere, Onye-nwe enweghị
ọnọdụ n'ime ya, n'ihi na ọ dị-
ghị ebi n'ime [b]temple nile na-
adịghị nsọ.
38 Ya mere ọbụrụ na nwoke
ahụ [a]echegharịghị, ma nọgide
ma nwụọ onye-iro nke Chineke,
ihe nile nke [b]ikpe-zịrị-ezi dị nsọ
chọrọ ga-akpọte mkpụrụ-obi ya
na-adịghị anwụ-anwụ ka ọ dị
gara-gara n'uche [c]n'ịta ụta nke
onwe ya, nke na-akpatara ya ịla
azụ site n'ebe nke Onye-nwe
nọ, ma na-emejupụta obi ya
n'ita ụta, na mgbu, na nnukwu
mgbu, nke dịka ọkụ na-anaghị
ekwe mmenyụ, nke ire ọkụ ya
na-ala elu ruo mgbe nile na
mgbe nile.
39 Ma ugbua a sị m unu, na
[a]ebere enweghị ike ịzọpụta
nwoke ahụ; ya mere nsọtụ
mbibi ya bụ ịnagide ahụhụ ebi-
ghi-ebi.
40 O, unu nile ndị nwoke
kaworo-nka, na kwa unu ndị
okorobịa, na unu ụmụ-ntakịrị
ndị nwere ike ịghọta okwu m
nile, n'ihi e kwuwo m okwu dị
mfe nghọta nye unu ka unu
wee ghọta, a na m arịọ ka unu
teta n'ụra na [a]ncheta nke ọnọdụ
ahụ dị egwu nke ndị ahụ daba-
woro n'ime njehie.
41 Ma nke ka nke, a ga m achọ
ka unu tụgharịa uche na [a]ngọzi
na ọnọdụ añụrị nke ndị ahụ
na-edebe iwu-nsọ nile nke
Chineke. N'ihi na lee, [b]agọziri
ha n'ihe nile ma n'ihe nke arụ
ma nke mụọ; ma ọbụrụ na ha a
nọgide [c]n'okwukwe ruo n'ọ-
gwụgwụ a ga-anabata ha n'ime
[d]elu-igwe, nke mere na ha na
Chineke ga-ebi n'ọnọdụ añụrị
na-enweghị ọgwụgwụ. O cheta,
cheta na ihe ndị a bụ ezi-okwu;
n'ihi na Onye-nwe Chineke
ekwuwo ya.

## ISI 3

*Eze Benjamịn wee gaa n'iru n'ị-gwa ha okwu—Onye-nwe nke Pụrụ Ime Ihe nile ga-ezisa ozi ọma n'etiti ndị mmadụ n'ụlọ nke ejiri ụrọ wuo—Ọbara ga-apụta site n'oghere ntakịrị ọbụla mgbe ọ na-achụ aja mgbaghara mmehie nile nke ụwa—Nanị aha ya bụ nke site na ya nzọpụta ga-abịa—Ndị mmadụ ga-ewepụ mmadụ nke anụ arụ ma ghọọ ndị Nsọ site n'Aja mgbaghara mmehie ahụ—Ntaram-ahụhụ nke ndị ajọọ-mmadụ ga-adị*

37*a* Mosa. 3:12; Hil. 8:24–25. NGAN Nnupụ-isi.
*b* Alma 7:21.
38*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*c* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
39*a* Alma 34:8–9, 15–16. NGAN Ebere, Obi-ebere.
40*a* Alma 5:18.
41*a* 4 Ne. 1:15–18. NGAN Ọñụ.
*b* NGAN Gọzie, Gọziri, Ngọzi.
*c* OznỌd. 6:13.
*d* NGAN Elu-igwe.

*ka ọdọ-ọkụ na nkume-ọkụ. Ihe dịka n'afọ 124 tutu amụọ Kraịst.*

MA ọzọ ụmụnne m nwoke, a ga
m akpọ ige ntị unu, n'ihi na
enwere m ihe ole na ole ọzọ m
ga-agwa unu; n'ihi na lee, e
nwere m ọtụtụ ihe m ga-agwa
unu gbasara ihe nke ga-abịa.
2 Ma ihe ndị ahụ nke m ga-
agwa unu ka e mere ka m mata
site n'ọnụ [a]onye mụọ-ozi sitere
n'ebe Chineke nọ bịa. Ma ọ sịrị
m: Teta; ma e tetara m, ma lee o
guzoro n'iru m.
3 Ma ọ sịrị m: Teta, ma nụrụ
okwu nile nke m ga-agwa gị,
n'ihi na lee, a bịara m ikwupụ-
tara gị [a]ozi ọma nke oke ọñụ.
4 N'ihi na Onye-nwe anuwo
ekpere gị nile, ma o kpewo site
n'ezi-omume gị, ma o zitawo
m ka m kwupụtara gị ka i wee
ñụrịa ọñụ; na ka i wee kwupụ-
tara ndị gị, ka ha wee jupụta
kwa n'ọñụ.
5 N'ihi na lee, oge ahụ na-abịa,
ma ọ dighị anya, mgbe n'ike,
[a]Onye-nwe nke Pụrụ Ime Ihe
nile onye na-achị, onye dịịrị,
ma dị site mgbe ebighi-ebi nile
ruo mgbe ebighi-ebi nile, ga-
arịdata site n'elu-igwe n'etiti
ụmụ nke mmadụ, ma ga-ebi
[b]n'ụlọ e jiri ụrọ wuo, ma ga-
agagharị n'etiti ndị mmadụ,
na-arụ nnukwu [c]ọrụ-ebube
nile, dịka ịgwọ ndị ọrịa, ịkpọli-
te ndị nwụrụ-anwụ, ime ka ndị
ngwọrọ gaa ije, ka ndị isi nweta
ịhụ-ụzọ ha, na ndị ntị chiri ka
ha nụ ihe, na ịgwọ ụdị ọrịa nile
dị iche iche.
6 Ma ọ ga-achụpụ [a]ekwensu
nile, ma-ọbụ mụọ ọjọọ nile nke
na-ebi n'ime obi nile nke ụmụ
nke mmadụ.
7 Ma lee, ọ ga-ata ahụhụ
[a]ọnwụnwa nile, na ihe mgbu
nke arụ, [b]agụụ, akpịrị-ịkpọ-nkụ,
na ịda mba, ọbụna karịa nke
mmadụ nwere ike [c]ịta, ma ọbụ-
ghị na ọ bụ nke ọnwụ, n'ihi na
lee, [d]ọbara na-apụta site n'ohere
ntakịrị nile, oke nnukwu ka [e]ihe
mgbu ya ga-adị n'ihi ajọọ-omu-
me na ihe arụ nile nke ndị ya.
8 Ma a ga-akpọ ya [a]Jisus
Kraịst, [b]Ọkpara nke Chineke,
[c]Nna nke elu-igwe na ụwa,
Onye-okike nke ihe nile site
na mmalite, ma [d]nne ya ka a
ga-akpọ [e]Meri.
9 Ma lee, ọ na-abịakwute ndị
ya, ka [a]nzọpụta wee bịakwasị
ụmụ nke mmadụ ọbụna site
[b]n'okwukwe n'aha ya; ma ọbụ-
na mgbe ihe nke a mesịrị, ha
ga-ewere ya ka mmadụ, ma sị
na o nwere [c]ajọọ-mụọ, ma ha
[d]ga-eti ya ihe, ma ha [e]ga-akpọ-
gide ya n'obe.

**3** 2*a* NGAN Mụọ-ozi nile.
3*a* Luk 2:10–11.
5*a* NGAN Jehova.
*b* Mosa. 7:27; Alma 7:9–13.
*c* Mat. 4:23–24; Ọlndoz. 2:22; 1 Nif. 11:31. NGAN Ọrụ Ebube.
6*a* Mak. 1:32–34.
7*a* NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
*b* Mat. 4:1–2.
*c* OznỌd. 19:15–18.
*d* Luk 22:44.
*e* Aisa. 53:4–5.
8*a* NGAN Chineke, Chi-ukwu—Chineke nke Ọkpara.
*b* Alma 7:10.
*c* Hil. 14:12; 3 Nif. 9:15.
*d* Mat. 1:16; 1 Nif. 11:14–21.
*e* NGAN Meri, Nne nke Jisus.
9*a* NGAN Nzọpụta.
*b* NGAN Okwukwe.
*c* Jọn 8:48.
*d* Mak. 15:15.
*e* Luk 18:33; 1 Nif. 19:10; 2 Nif. 10:3. NGAN Mkpọgide n'Obe.

10 Ma ọ [a]ga-ebilite [b]n'ụbọchị
nke atọ site na ndị nwụrụ anwụ,
ma lee, ọ na-eguzo [c]ikpe ụwa
ikpe; ma lee, ihe ndị a nile ka a
na-eme ka ikpe ziri ezi wee bịa-
kwasị ụmụ nke mmadụ.
11 N'ihi na lee, ma [a]ọbara ya
kwa [b]na-achụ-aja maka mmehie
nile nke ndị ahụ [c]daworo site na
njehie nke Adam, ndị nwụworo
na-amaghị uche nke Chineke
gbasara ha, ma-ọbụ ndị mehie-
woro [d]na-amaghị-ama.
12 Mana ahụhụ, ahụhụ ga-adị-
rị ya bụ onye matara na ya [a]nu-
pụrụ isi megide Chineke! N'ihi
na nzọpụta anaghị abịara ndị
dị otu a ma ọbụghị ma-ọbụ
site na ncheghari na okwukwe
[b]n'Onye-nwe Jisus Kraịst.
13 Ma Onye-nwe Chineke ezi-
pụwo ndị-amụma ya dị nsọ
n'etiti ụmụ nke mmadụ nile,
ikwupụta ihe ndị a nye ebo nile,
mba, na asụsụ, na site na ya
onye ọbụla ga-ekwere na Kraịst
ga-abịa, otu onye ahụ ga-enweta
[a]nsachapụ nke mmehie ha nile,
ma ñụrịa na nnukwu ọñụ karịrị-
akarị, ọbụna [b]dịka a ga-asị na ọ
bịaworịị n'etiti ha.
14 Ma na Onye-nwe Chineke
hụrụ na ndị ya bụ ndị na-akpọ-
ekwe-nkụ, ma ọ họpụtara ha
iwu, ọbụna [a]iwu nke Moses.
15 Ma ọtụtụ ihe iriba-ama nile,
na ihe-ebube nile, [a]na ụdị nile,
na onyinyo nile ka o gosịrị ha,
gbasara ọbịbịa ya; na kwa ndị-
amụma dị nsọ gwara ha gbasara
ọbịbịa ya; ma na ha mesịrị obi ha
ike, ma ha aghọtaghị na [b]iwu
nke Moses abaghị uru ma ọbụ-
ghị na o sitere n'aja mgbaghara
mmehie nke ọbara ya.
16 Ma ọbụna ọbụrụ na okwere
omume na [a]ụmụ-ntakịrị nwere
ike ime mmehie e nweghị ike
ịzọpụta ha; ma na a sị m unu a
[b]gọziri ha agọzi n'ihi na lee,
dịka n'ime Adam, ma-ọbụ site
n'okike, ha na-ada, ọbụna otu
ahụ ọbara nke Kraịst na-achụ-
aja mgbaghara mmehie ha nile.
17 Ma nke ka nke, a sị m unu,
na [a]a gaghị enwe aha ọzọ e nye-
re ma-ọbụ ụzọ ọzọ ọbụla ma-
ọbụ ụdị ọzọ [b]nzọpụta ga-esi bịa-
ra ụmụ nke mmadụ, nanị n'ime
na site n'aha nke [c]Kraịst, Onye-
nwe nke Pụrụ Ime Ihe nile.
18 N'ihi na lee ọ na-ekpe ikpe,
ma ikpe ya zịrị ezi; ma nwata
agaghị ala n'iyi nke nwụrụ na
nwata ya; ma na ndị mmadụ
na-añụ ọmụma ikpe nye mkpụ-
rụ-obi nke ha ma ọbụghị ma ha
wedatara onwe ha ala ma [a]dịrị
dịka ụmụ-ntakịrị, ma kwere na
nzọpụta dịịrị, ma dị, ma ga-abịa,

10*a* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*b* Mat. 16:21;
2 Nif. 25:13;
Hil. 14:20–27.
*c* NGAN Kpee, Ikpe.
11*a* NGAN Ọbara.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*d* 2 Nif. 9:25–26.
12*a* Mosa. 2:36–38;
Hil. 8:25.
NGAN Nnupụ-isi.
*b* NGAN Onye-nwe.
13*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
*b* 2 Nif. 25:24–27;
Jarọm 1:11.
14*a* NGAN Iwu nke Moses.
15*a* NGAN Jisus Kraịst—Ụdị nile ma-ọbụ akara nile nke Kraịst.
*b* Mosa. 13:27–32.
16*a* NGAN Nwa-ntakịrị, Ụmụ-ntakịrị.
*b* Moro. 8:8–9.
17*a* Ọlndoz. 4:10–12;
2 Nif. 31:21.
*b* NGAN Nzọpụta.
*c* NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
18*a* Mat. 18:3.

n'ime ma site [b]n'ọchụchụ-aja
mgbaghara mmehie ọbara nke
Kraịst, Onye-nwe nke Pụrụ Ime
Ihe nile.
19 N'ihi na [a]mmadụ nke ụdị
okike bụ onye-iro Chineke, ma
ọ bụrụworiị site [b]n'ọdịda nke
Adam, ma ga-abụ, ruo mgbe
nile na mgbe nile, ma ọbụghị
ma o [c]kwenyere na nkwalite
nile nke [d]Mụọ Nsọ, ma wepụ
ịbụ mmadụ nke anụ arụ, ghọọ
[e]onye-nsọ site n'aja mgbaghara
mmehie nke Kraịst Onye-nwe,
ma dịrị dịka [f]nwata, na-ada-
nye, dị nwayọ, dị umeala, nwe
ndidi, jupụta n'ịhụ n'anya, dị
na njikere ịdanye n'ihe nile nke
Onye-nwe hụworo na o kwesịrị
ịbịakwasị ya, ọbụna dịka nwa-
takịrị na adanyere nna ya.
20 Ma nke ka nke, a sị m gị, na
oge ahụ ga-abịa mgbe [a]ọmụma
nke Onye-nzọpụta ahụ ga-agba-
sa ruo [b]mba, ebo, asụsụ, na ndị
mmadụ.
21 Ma lee, mgbe oge ahụ
ga-abịa, ọdịghị onye a ga-ahụ
[a]na-enweghị ụta n'iru Chineke,
ma ọbụghị ma-ọbụ ụmụ-ntakịrị,
nanị site na nchegharị na
okwukwe n'aha nke Onye-nwe
Chineke nke Pụrụ Ime Ihe nile.
22 Ma ọbụna n'oge a, mgbe ị ga
akụziwororiị ndị gị ihe nile nke
Onye-nwe Chineke gị nyeworo
gị n'iwu, ọbụna mgbe ahụ ka a
ga-ahụ ha na-enweghị ntụpọ
n'iru Chineke nanị dịka okwu
nile nke m gwaworo gị siri dị.
23 Ma ugbua e kwuwo m okwu
nile nke Onye-nwe Chineke
nyeworo m n'iwu.
24 Ma otu a ka Onye-nwe
kwuru: Ha ga-eguzoro dịka ihe
ịgba-ama doro anya megide ndị
a, n'ụbọchị ikpe; site na nke a
ga-esi kpee ha ikpe, onye ọbụla
dịka ọrụ ya nile siri dị, ma ha dị
mma ma-ọbụ ma ha dị njọ.
25 Ma ọbụrụ na ha dị njọ a
ga-enyefe ha [a]n'olile-anya dị
egwu nke ịta ụta onwe ha na ihe
arụ nile, nke na-akpatara ha ịla-
ghachị azụ site n'iru Onye-nwe
n'ime ọnọdụ nke [b]ịhuju anya na
ịta ahụhụ agwụgh-agwụ, site
n'ebe ha na-agaghị enwe ike ịla-
ghachị ọzọ; ya mere ha añụwo
ọmụma-ikpe nye mkpụrụ-obi
nke ha nile.
26 Ya mere, ha añụwo site
n'iko nke oke iwe nke Chineke,
nke ikpe-zịrị-ezi na-enweghị
kwa ike ọzọ ịgọnarị ha dịka
ọ ga-agọnarị na [a]Adam ga-ada
n'ihi iri [b]mkpụrụ-osisi a sị
erila; ya mere, [c]ebere agaghị
enwekwa oke n'arụ ha ọzọ ruo
mgbe nile.
27 Ma [a]ntaram-ahụhụ ha dị ka
[b]ọdọ-ọkụ na nkume-ọkụ, nke ire

18*b* Mosa. 4:2; Hil. 5:9.
19*a* 1 Ndị-Kọ 2:11–14; Mosa. 16:2–3. NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
*b* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*c* 2 Ihem. 30:8.
*d* Moro. 10:4–5. NGAN Mụọ Nsọ.
*e* NGAN Onye-nsọ.
*f* 3 Nif. 9:22.
20*a* OznỌd. 3:16.
*b* NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma.
21*a* NGAN Inye Nkọwasị, Nkọwasị, Nwe Nkọwasị.
25*a* Alma 5:18; 12:14–15.
*b* Mọm 8:38.
26*a* Mọm 9:12.
*b* Jen. 3:1–12; 2 Nif. 2:15–19; Alma 12:21–23.
*c* NGAN Ebere, Obi-ebere.
27*a* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
*b* 2 Nif. 9:16; Jekọb 6:10; OznỌd. 76:36.

ọkụ ya na-enweghị mmenyụ, na
nke anwụrụ-ọkụ ya na-arigoro
elu ruo mgbe nile na mgbe nile.
Otu a ka Onye-nwe nyeworo m
iwu. Amen.

## ISI 4

*Eze Benjamịn wee gaa n'iru n'okwu ya—Nzọpụta na-abịa n'ihi Aja mgbaghara mmehie ahụ—Kwere na Chineke ka a zọpụta gị—Dota nsachapụ nke mmehie unu nile site n'inwe okwukwe—Nye ndị ogbenye oke site n'ihe ọnwụnwe unu—Mee ihe nile na amamihe na usoro. Ihe dịka n'afọ 124 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, o wee ruo na mgbe
eze Benjamịn bịaworo na ngwụ-
cha nke ikwu okwu nile nke e
nyefeworo ya site n'aka mụọ-ozi
nke Onye-nwe, na ọ lepụrụ anya
ya gburu-gburu n'elu igwe
mmadụ ahụ, ma lee ha adawọ-
rịị n'ala, n'ihi na [a]ịtụ egwu nke
Onye-nwe abịakwasịwo ha.
2 Ma ha ahụworiị onwe ha
[a]n'ọnọdụ nke anụ arụ onwe ha,
[b]ọbụna ịdị ntakịrị karịa uzuzu
nke ala. Ma ha nile tisiri mkpu
ike n'otu olu, na-asị: O mee
ebere, ma tinye [c]ọbara aja mgba-
ghara mmehie ahụ nke Kraịst ka
anyị wee nata mgbaghara nke
mmehie anyị nile, ma ka e wee
sachaa obi anyị nile; n'ihi
na anyị kwere na Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke, onye [d]kere
elu-igwe n'ụwa, na ihe nile;
onye ga arịdata n'etiti ụmụ nke
mmadụ.
3 Ma o wee ruo na mgbe ha
kwuworo okwu ndị a Mụọ nke
Onye-nwe bịakwasịrị ha, ma ha
jupụtara n'ọñụ, ebe ha nataworo
[a]nsachapụ nke mmehie ha nile,
na ebe ha nwere udo nke [b]mụọ,
n'ihi [c]okwukwe nke karịrị akarị
nke ha nwere n'ime Jisus Kraịst
onye ga-abịa, dịka okwu nile
nke eze Benjamịn gwaworo ha.
4 Ma eze Benjamịn ọzọ meghe-
re ọnụ ya ma malite ịgwa ha
okwu, na-asị: Ndị enyi m na
ụmụnne m nwoke, ndị ebo m
na ndị m, a ga m akpọkụ ige-ntị
unu ọzọ, ka unu wee nụ, ma
ghọta okwu m ndị nke fọdụrụ
nke m ga-agwa unu.
5 N'ihi na lee, ọbụrụ na mmata
nke ịdị mma nke [a]Chineke
akpọtewo unu n'oge a ruo n'ị-
mata ihe-efu unu bụ, na apụta-
ghị ihe unu na ọnọdụ ọdịda
unu—
6 A sị m unu, ọbụrụ na unu
abịawo na [a]mmata nke ịdị mma
nke Chineke, na ike na-enweghị
atụ nke ya, na amamihe ya,
na ndidi ya, na ogologo-ntachị
obi n'ebe ụmụ nke mmadụ
nọ; na kwa, [b]aja mgbaghara
mmehie nke a kwadoworo site
na [c]ntọ-ala nke ụwa, na site
na ya nzọpụta ga-abịara onye
nke [d]ga-atụkwasị obi ya n'ime

**4** 1*a* NGAN Egwu, Ịtụ-egwu.
2*a* NGAN Nke Anụ Arụ.
*b* Hil. 12:7–8.
*c* Mosa. 3:18; Hil. 5:9.
*d* NGAN Kee, Okike.
3*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
*b* NGAN Ime Mụọ.
*c* NGAN Okwukwe.
5*a* Moses 1:10.
6*a* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* Mosa. 15:19.
*d* Abụọma 36:7; 2 Nif. 22:2; Hil. 12:1. NGAN Ntụkwasị-obi.

Onye-nwe, ma na-arụsi-ọrụ ike
n'idebe iwu-nsọ ya nile, ma
na-aga n'iru n'okwukwe ọbụna
ruo n'ọgwụgwụ nke ndụ ya, a
na m ekwu maka ndụ arụ na-
anwụ anwụ—
7 A sị m, na nke a bụ nwoke
ahụ onye na-anata nzọpụta, site
n'aja mgbaghara mmehie nke a
kwadoro site na ntọ-ala nke ụwa
nye mmadụ nile, nke dirịị site
[a]n'ọdịda nke Adam, ma-ọbụ
onye nọ, ma-ọbụ onye nke ga-
anọ, ọbụna ruo na nsọtụ nke
ụwa.
8 Ma nke a bụ ụzọ ebe nzọpụ-
ta si-abịa. Ma [a]ọdịghị nzọpụta
ọzọ dị karịa nke a nke e kwu-
woro okwu gbasara ya, ọbụghị
ma e nwere ọnọdụ ọbụla site na
nke mmadụ ga-esi nwe nzọpụ-
ta ma ọbụghị n'ọnọdụ nile ndị
m gwaworo unu.
9 Kwere na Chineke, kwere
na ọ nọ, ma na o kere ihe nile,
ma n'elu-igwe ma n'ụwa; kwere
na o nwere [a]amamihe nile, na
ike nile, ma n'elu-igwe ma
n'ụwa; kwere na mmadụ anaghị
[b]aghọta ihe nile nke Onye-nwe
nwere ike ịghọta.
10 Ma ọzọ, kwere na unu
aghaghị [a]ichegharị site na
mmehie unu nile ma hapụ ha,
ma nwe umeala n'onwe unu
n'iru Chineke; ma rịọ n'obi
ezi-okwu ka ọ [b]gbaghara unu;
ma ugbua, ọbụrụ na unu [c]kwere
ihe nile ndị a hụrụ na unu
[d]na-eme ha.
11 Ma ọzọ a sị m unu dịka m
kwuworo na mbụ, na dịka unu
bịaworo na mmata nke ebube
nke Chineke, ma-ọbụ ọbụrụ na
unu amatawo maka ịdị mma ya
ma [a]detụwọrịị ịhụ-n'anya ya ire,
ma natawọrịị [b]nsachapụ nke
mmehie unu nile, nke na-ebute
ụdị nnukwu ọñụ karịrị akarị na
mkpụrụ-obi unu nile, ọbụna otu
a ọ ga-adị m mma na unu ga-
echeta, ma oge nile dota na
ncheta, ịdị ukwuu nke Chineke,
na [c]adịghị ihe unu n'onwe unu
pụtara, na [d]ịdị mma ya na ogolo-
go-ntachi-obi n'ebe unu nọ, ndị
ekere eke na-etozughị oke, ma
wedata onwe unu ala ọbụna
n'omimi nile nke [e]obi umeala,
[f]na-akpọku aha Onye-nwe
kwa ụbọchị ma na-eguzosike
n'okwukwe ahụ nke ihe ahụ
ga-abịa, nke e kwuru site n'ọnụ
nke mụọ-ozi ahụ.
12 Ma lee, a sị m unu na ọbụrụ
na unu mee nke a unu ga na-
añụrị ọñụ oge nile, ma jupụta
[a]n'ịhụnanya nke Chineke, ma
oge nile [b]na-edota nsachapụ nke
mmehie unu nile; ma unu ga-eto
n'ọmụma nke ebube nke ya
onye kere unu, ma-ọbụ n'ọmụ-
ma nke ihe ndị ziri ezi na
ezi-okwu.

7*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
8*a* Ọlndoz. 4:12; 2 Nif. 31:21; Mosa. 3:17.
9*a* Ndi Rom 11:33–34; Jekọb 4:8–13.
*b* Aisa. 55:9.
10*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* OznỌd. 61:2.
*c* Mat. 7:24–27.
*d* 2 Nif. 31:19–21.
11*a* Alma 36:24–26.
*b* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
*c* Moses 1:10.
*d* Ọpụ. 34:6; Moro. 8:3.
*e* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*f* NGAN Ekpere.
12*a* NGAN Ịhụnanya.
*b* Mosa. 4:26; Alma 4:13–14; 5:26–35; OznỌd. 20:31–34.

13 Ma unu agaghị enwe uche onye ọbụla imejọ ibe ya, kama ibi [a]n'udo, na imere onye ọbụla dịka ihe ahụ nke ruru ya.

14 Ma unu agaghị ekwe [a]ụmụ unu ka ha na-aga n'agụụ, ma-ọbụ ịgba ọtọ, ọbụghị ma unu ga-ekwe ka ha jehie iwu nile nke Chineke, ma [b]lụwa ọgụ ma sewe okwu otu na ibe ya, ma jeere ekwensu ozi, onye bụ onye-isi nke mmehie, ma-ọbụ onye bụ ekwensu nke e kwu-worọrịị maka ya site na ndị nna anyị ha, ya ebe ọ bụ onye iro nye ezi-omume nile.

15 Ma na unu [a]ga-akụziri ha [b]ịga n'ụzọ nile nke ezi-okwu na anya-udo; unu ga-akụziri ha [c]ịhụrịta onwe ha n'anya, na ijerịtara onwe ha ozi.

16 Na kwa, unu onwe unu [a]ga-enyere ndị chọrọ enye m aka unu aka; unu ga-eke ihe unu nwere nye onye ọ dị na mkpa; ma unu agaghị ekwe ka [b]onye-arịrịọ rịo unu ihe n'efu, ma chụpụ ya ka ọ laa n'iyi.

17 Eleghị anya unu [a]ga-asị: nwoke ahụ ewetaworo onwe ya ọnọdụ ịhụju-anya nke ya; ya mere agaghị m enye ya site n'ihe oriri m, ma-ọbụ kenye ya ihe m mwere ka ọ ghara ịta ahụhụ, n'ihi na ntara m ahụhụ ya zịrị ezi—

18 Ma a sị m unu, O mmadụ onye ọbụla mere nke a onye ahụ nwere nnukwu ihe kpatara ọ ga-eji chegharịa; ma, ma ọbụghị na ọ chegharịrị site n'ihe ahụ nke o meworo ọ ga-ala-n'iyi ruo mgbe nile, ma o nweghị mmasị n'ala-eze nke Chineke.

19 N'ihi na lee, ọ bụ na anyị nile abụghị ndị arịrịọ? Ọbụghị anyị nile na-adabere n'otu Onye ahụ dị, ọbụna Chineke, maka ihe nile nke anyị nwere, maka ma ihe oriri na ihe myịkwasị, na maka ọla-edo, na maka ọla-ọcha, na maka akụ na ụba nile nke anyị nwere n'ụdị ọbụla?

20 Ma lee, ọbụna n'oge a, unu anọwọrịị na-akpọ aha ya, ma na-arịọ maka nsachapụ nke mmehie unu nile, Ma o kwewo ka ọbụrụ na unu rịọro n'efu? E-e; Ọ wụkwasịwo unu Mụọ ya, ma kpata ka obi unu jupụta [a]n'ọñụ, ma kpata ka a kwụsị ọnụ unu nile na unu enweghị ike ịchọta ọnụ okwu, oke nnu-kwu ọñụ ka unu nwere.

21 Ma ugbua, ọbụrụ na Chineke, onye keworo unu, onye nke unu na-adabere maka ndụ unu nile na maka ihe nile unu nwere ma bụrụ, na-enye unu ihe ọbụla unu rịọrọ nke zịrị ezị, n'okwukwe, na-ekwere na unu ga-anata, O mgbe ahụ, unu kwesịrị [a]ikerịta nke unu nwere otu onye nye ibe ya.

22 Ma ọbụrụ na unu [a]kpee nwoke ahụ ikpe onye na-arịọ

13*a* NGAN Onye na Eme Udo.
14*a* 1 Tim. 5:8; OznỌd. 83:4.
*b* NGAN Ndọrọ-ndọrọ.
15*a* OznỌd. 68:25–28; Moses 6:58. NGAN Kụzie, Onye Nkụzi.
*b* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*c* Mosa. 18:21.
16*a* NGAN Afọ-ọma; Ije-ozi.
*b* Deut. 15:7–11; Ilu 21:13; Aisa. 10:1–2.
17*a* Ilu 17:5.
20*a* NGAN Ọhụ̀.
21*a* NGAN Ije-ozi; Ọdịmma.
22*a* Mat. 7:1–2; Jọn 7:24.

unu arịrịọ ka ọ ghara ịla n'iyi
ma ma ya ikpe, olee ụdị nnu-
kwu izi-ezi karịrị akarị amam-
ikpe unu ga-adị maka [b]ijichi ihe
ọnwụnwe unu, nke na-abụghị
nke unu kama nke Chineke,
Onye nke ndụ unu bụ kwa nke
ya; ma na unu anaghị arịọ, ma-
ọbụ chegharịa n'ihe nke unu
meworo.
23 Asị m unu, ahụhụ dịrị onye
ahụ, n'ihi ihe onwunwe ya ga e
soro ya laa n'iyi; ma ugbua, a
na m agwa unu ihe ndị a nye
ndị ahụ [a]bara ọgaranya n'ihe
gbasara ihe nile nke ụwa nke a.
24 Ma ọzọ, a sị m ndị ogbenye,
unu ndị na-enweghị ma na unu
nwere nke zuru unu, ka unu
nọrọ site n'ụbọchị ruo n'ụbọ-
chị; a na m ekwu maka unu nile
ndị na ajụ inye onye arịrịọ,
n'ihi na unu enweghị; ọ dị m ka
unu ga-asi n'ime obi unu nile
na: A naghị m enye n'ihi na
enweghị m, ma na ọbụrụ na m
nwere a gaara m [a]enye.
25 Ma ugbua, ọbụrụ na unu
kwuo nke a n'obi unu, unu
ga-anọdụ n'enweghị ụta, ma
ọbụghị otu a [a]amam-ikpe dịrị
unu; ma amam-ikpe unu ziri
ezi n'ihi na unu na-enwe anya
ukwu n'ihe nke unu na-anata-
beghị.
26 Ma ugbua, n'ihi ihe ndị a
nke m gwaworo unu — nke bụ,
maka idota nsachapụ nke mme-
hie unu nile site n'ụbọchị ruo
n'ụbọchị, ka unu wee [a]gaa ije
n'enweghị ụta n'iru Chineke —
Ọ ga-adị m mma ka unu [b]na-
ekesa ihe unu nwere nye [c]ndị
ogbenye, onye ọbụla dịka ihe
nke o nwere siri dị, dịka [d]inye
ndị agụụ nri, iyinye ndị gbaa
ọtọ uwe, ileta ndị ọrịa na inyere
ha aka ịkwụsị ihe mgbu ha, ma
nke mụọ ma nke arụ, dịka ọchị-
chọ ha nile siri dị.
27 Ma hụ na ihe nile ndị a e
mere ha na amamihe na n'usoro;
n'ihi na ọ bụghị ihe a chọrọ na
mmadụ ga-agba [a]ọsọ ngwa
ngwa karịa ka o nwere ume. Ma
ọzọ, ọ dị mkpa na ọ ga-arụsi ọrụ
ike, ka site n'ebe ahụ ọ ga-erita
ụgwọ ọrụ ahụ; ya mere, ihe nile
ka a ga-emerịri n'usoro.
28 Ma ọ ga-adị m mma ka unu
cheta, na onye ọbụla n'etiti unu
na-agbaziri ihe site n'aka onye-
agbata-obi ya ga-eweghachi ihe
ahụ nke o gbazitara, dịka o siri
kwere, ma ọdịghị otu ahụ unu
ga-eme mmehie; ma eleghị anya
ị ga-eme ka onye-agbata-obi gị
mee kwa mmehie.
29 Ma n'ikpe-azụ, e nweghị m
ike ịgwa unu ihe nile site na ndị
unu ga-esi na ha mee mmehie,
n'ihi na e nwere ọtụtụ ụzọ dị
iche iche na ihe a ga-eji, ọbụna
dị oke ọtụtụ nke m na-agaghị
enwe ike ịgụta ha ọnụ.
30 Mana nke a ka m nwere ike
ịgwa unu, na ọbụrụ na unu [a]ele-
zighị onwe unu anya, na [b]echi-

22*b* 1 Jọn 3:17.
23*a* OznỌd. 56:16.
24*a* Mak. 12:44.
25*a* OznỌd. 56:17.
26*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*b* Jekọb 2:17–19.
*c* Zek. 7:10; Alma 1:27. NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye.
*d* Aisa. 58:10–11; OznỌd. 104:17–18.
27*a* OznỌd. 10:4.
30*a* Alma 12:14. NGAN Nche, Ndị-nche.
*b* Mak. 7:18–23. NGAN Echiche nile.

che unu nile, na [c]okwu unu nile, na omume unu nile, ma debe iwu-nsọ nile nke Chineke, ma gaa n'iru n'ime okwukwe nke ihe unu nuworo gbasara ọbịbịa nke Onye-nwe anyị, ọbụna ruo n'ọgwụgwụ ndụ unu, unu ga-alarịrị-n'iyi. Ma ugbua, O mmadụ, cheta, ma ghara ịla n'ịyi.

## ISI 5

*Ndị-nsọ nile ga-aghọ ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị nke Kraịst site n'okwukwe—Mgbe ahụ ka a ga-akpọ ha n'aha nke Kraịst—Eze Benjamịn wee gbaa ha ume ịkwụsike na ịbụ akwa akwụrụ n'ọrụ ọma nile. Ihe dịka n'afọ 124 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, o wee ruo na mgbe eze Benjamịn kwuworo okwu otu a nye ndị ya, ọ gara ozi n'etiti ha, na-achọsike ịmata site na ndị ya ma ha kwere okwu nile ahụ nke ọ gwaworo ha.

2 Ma ha nile wee tie n'otu olu, na-asị: E, anyị kwere okwu nile ahụ nke ị gwaworo anyị; na kwa, anyị matara maka ahaghị imezu ha na ezi-okwu, n'ihi Mụọ nke Onye-nwe nke Pụrụ Ime Ihe nile, nke wetaworo nnukwu [a]mgbanwe n'ime anyị nile, ma-ọbụ n'ime obi anyị nile, nke mere na anyị enwekwaghị ọchịchọ ime [b]ihe ọjọọ, kama ime ihe ọma esepụghị aka.

3 Ma anyị, n'onwe anyị, kwa, site n'ịdị mma na-enweghị oke nke Chineke, na mpụta-ìhè nile nke Mụọ ya, nwere nnukwu nlekwasị-anya nke ihe ahụ nke ga-abịa; ma ọbụrụ na ọ dị mkpa, anyị nwere ike ibu-amụma maka ihe nile.

4 Ma ọ bụ okwukwe ahụ nke anyị nweworo n'ihe ndị nke eze anyị gwaworo anyị bụ ihe wetaworo anyị na nnukwu mmata ihe nke a, nke mere anyị na-añụrị nnukwu ọñụ karịrị akarị.

5 Ma anyị dị na njikere ịba n'ime [a]ọgbụgba-ndụ anyị na Chineke anyị ime uche ya, na irube-isi nye iwu-nsọ ya nile n'ihe nile nke ọ ga-enye anyị n'iwu, ụbọchị nile nke fọdụrụ anyị, ka anyị ghara iwetara onwe anyị [b]ịta-ahụhụ agwụ-agwụ, dịka e kwuworo site n'ọnụ [c]mụọ-ozi ahụ, ka anyị ghara iñụ site n'iko nke ọnụma nke Chineke ahụ.

6 Ma ugbua, ndị a bụ okwu nile nke eze Benjamịn chọsịrị ike n'aka ha; ma ya mere ọ sịrị ha: Unu ekwuwo okwu nile ahụ nke m chọsịrị ike; ma ọgbụgba-ndụ ahụ nke unu meworo bụ ọgbụgba-ndụ ziri-ezi.

7 Ma ugbua, n'ihi ọgbụgba-ndụ ahụ unu meworo a ga-akpọ unu [a]ụmụ nke Kraịst, ụmụ ya ndị nwoke, na ụmụ ya ndị nwanyị; n'ihi na lee, n'ụbọchị nke taa, ọ [b]mụwo unu n'ime mụọ, n'ihi na unu na-asị [c]n'obi

30*c* Mat. 15:18–20. NGAN Ikwụtọ Ikwuhie.
**5** 2*a* Alma 5:14. NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
*b* Alma 19:33.
5*a* Mosa. 18:10.
*b* Mosa. 3:25–27.
*c* Mosa. 3:2.
7*a* Mosa. 27:24–26; Moses 6:64–68. NGAN Ụmụ Ndịkom na Ụmụ Ndịnyom nke Chineke.
*b* NGAN Mụrụ.
*c* NGAN Obi.

unu nile ka a gbanweworo site
n'okwukwe n'aha ya; ya mere,
unu ka [d]a mụworo na ya ma
unu aghọwo [e]ụmụ ya ndị nwo-
ke na ụmụ ya ndị nwanyị.
8 Ma n'okpuru isi nke a, e
mere ka unu [a]nwere onwe unu,
ma [b]ọdịghị isi ọzọ nke unu ga-
esi na ya nwere onwe unu. Ọdị-
ghị [c]aha ọzọ e nyere ebe nzọpụ-
ta si abịa; ya mere, ọ ga-adị
m mma na unu [d]ga-ebukwasị
onwe unu aha nke Kraịst, unu
nile ndị baworo n'ime ọgbụ-
gba-ndụ unu na Chineke na
unu ga-erube isi ruo ọgwụgwụ
ndụ unu nile.
9 Ma ọ ga-eru na onye ọbụla
na-eme nke a, a ga-achọta ya
n'aka nri nke Chineke, n'ihi
na ọ ga-amata aha ahụ nke a
na-akpọ ya, n'ihi a ga-akpọ ya
n'aha nke Kraịst.
10 Ma ugbua ọ ga-eru, na onye
ọbụla nke na-ebukwasịghị onwe
ya aha nke Kraịst a ga-akpọrịrị
ya [a]n'aha ọzọ; ya mere, ọ ga-
achọta onwe ya [b]n'aka ekpe nke
Chineke.
11 Ma ọ dị m ka unu cheta kwa,
na nke a bụ [a]aha ahụ nke m sịrị
na m ga-enye unu nke a na-aga-
ghị ehichapụ ehichapụ, ma
ọbụghị site na njehie, ya mere,
kpachapụ anya ka unu ghara
ijehie, ka aha ahụ ghara ibu ihe
ehichapụrụ n'obi unu nile.
12 Asị m unu, ọ dị m ka unu
cheta [a]idebe aha ahụ e deworo
oge nile n'ime obi unu, ka agha-
ra ịchọta unu n'aka ekpe nke
Chineke, ma ka unu nụrụ ma
mata olu ahụ nke a ga-eji kpọọ
unu, na kwa, aha ahụ nke ọ
ga-akpọ unu.
13 N'ihi na olee otu mmadụ ga-
esi [a]mata nna ya ukwu onye ọ
na ejerebeghị ozi, na onye ọ
na-amataghị, ma dịrị anya site
n'echiche nile na nzube nile
nke obi ya?
14 Ma ọzọ, mmadụ ọ ga-ewere
anụ dịka ịnyịnya nke onye
agbata-obi ya nwere, ma debe
ya? Asị m unu, E-e; ọ gaghị
ekwe ọbụna ka ọ taa nri n'etiti
igwe-anụ ya, ma ọ ga-achụpụ
ya, ma chụfuo ya. A sị m unu,
na ọbụna otu a ka ọ ga-adị
n'etiti unu ma ọbụrụ na unu
amataghị aha ahụ nke a na-
akpọ unu.
15 Ya mere, ọ dị m ka unu
bụrụ ndị kwụsịrị ike na akwa
a kwụrụ, oge nile na-ejupụta
n'ọrụ ọma nile, na Kraịst, Onye-
nwe Chineke nke Pụrụ Ime Ihe
nile, ga [a]arachi unu ndị nke ya,
ka e wee kpọta unu n'elu-igwe,
ka unu wee nwe nzọpụta mgbe
nile na-adigide na ndụ ebighi-
ebi, site na amamihe, na ike, na
ikpe-zịrị-ezi, na ebere nke ya
onye [b]kere ihe nile, n'elu-igwe

7*d* Mosa. 15:10–11.
ngan Amụrụ Ọzọ,
Amụrụ site na
Chineke.
*e* OznỌd. 11:30.
8*a* Ndi Rom 6:18;
Ndị-Gal. 5:1;
Hil. 14:30.
*b* Ọlndoz. 4:10, 12;
Alma 21:9.
*c* Mosa. 26:18.
*d* Ọlndoz. 11:26;
Alma 46:15.
10*a* Alma 5:38–39.
*b* Mat. 25:33.
11*a* Mosa. 1:11–12.
ngan Jisus Kraịst—
Iwekwasi onwe anyi
aha Jisus Kraịst.
12*a* OznỌd. 18:23–25.
13*a* Mosa. 26:24–27.
15*a* ngan Ọkpụkpọ na
Nhọpụta; Ido-nsọ.
*b* Ndị-Kọl. 1:16;
Mosa. 4:2;
Alma 11:39.

na n'ụwa, onye bụ Chineke kacha ihe nile elu. Amen.

## ISI 6

*Eze Benjamịn wee dekọta aha nile nke ndị ahụ ma họpụta ndị nchụaja ịkụziri ha—Mosaịa wee chịa dịka eze ezi-omume. Ihe dịka n'afọ 124 ruo 121 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, eze Benjamịn chere
na ọ dị mkpa, mgbe ọ gwasịwo-
ro ndị ahụ okwu, ka o [a]were aha
nile nke ndị ahụ baworo n'ime
ọgbụgba-ndụ ha na Chineke
idebe iwu-nsọ ya nile.
2 Ma o wee ruo na enweghị otu
mkpụrụ-obi, e wezuga ụmụ-
ntakịrị, bụ ndị banyeworo n'ime
ọgbụgba-ndụ ma bukwasịwo
onwe ha aha nke Kraịst.
3 Ma ọzọ, o wee ruo na mgbe
eze Benjamịn bịaworo na ngwụ-
cha nke ihe ndị a nile, ma dowo-
rịị nwa ya nwoke [a]Mosaịa nsọ
ịbụ onye-ọchịchị na eze nke ndị
ya, ma o nyewo ya rịị nkụzi ni-
le gbasara ala-eze ahụ, na kwa
[b]họpụtawo ndị nchụ-aja [c]ikuzi-
ri ndị ahụ, na site na ya ha
ga-anụ ma mata iwu nile nke
Chineke, na ịkpalite ha na
ncheta nke [d]ọñụñụ-iyi ahụ nke
ha meworo, ọ gbasara igwe-
mmadụ ahụ, ma ha laghachịrị,
onye ọbụla, dịka ezi na ụlọ ha
siri dị, n'ụlọ nile nke onwe ha.
4 Ma [a]Mosaịa malitere ịchị n'ọ-
nọdụ nna ya. Ma o malitere ịchị
n'afọ nke iri atọ ya, nke mere ha
nile, ihe dịka narị afọ anọ na iri
asaa na isii site [b]n'oge nke Lihaị
hapụrụ Jerusalem.
5 Ma eze Benjamịn dịịrị ndụ
afọ atọ, ma ọ nwụrụ.
6 Ma o wee ruo na eze Mosaịa
gara ije n'ụzọ nile nke Onye-
nwe, ma ọ chọpụtara ikpe ya
nile na usoro-iwu ya nile, ma
debe iwu-nsọ ya nile n'ihe nile
ọbụla o nyere ya n'iwu.
7 Ma eze Mosaịa mere ndị nke
ya ka ha na-akọ ala. Ma ya kwa,
n'onwe ya, kọrọ ala, na site na
ya ọ [a]gaghị abụ ibu-arọ nye ndị
ya, ka o mee dịka ihe nke nna
ya meworo n'ihe nile. Ma enwe-
ghị ndọrọ-ndọrọ n'etiti ndị ya
nile ruo afọ atọ.

## ISI 7

*Amọn wee chọta ala nke Lihaị-Nifaị, ebe Lịmhaị bụ eze—Ndị nke Lịmhaị nọ n'ịbụ-oru n'aka ndị Leman—Lịmhaị wee kọgharịa akụkọ ha—Onye-amụma (Abịnadaị) agbawọrịị ama na Kraịst bụ Chineke ahụ na Nna nke ihe nile—Ndị nke na-akụ mkpụrụ iru-inyi na-aghọta ufufe gburu-gburu, ma ndị nke na-etinye ntụkwasị obi ha n'ime Onye-nwe ka a ga-anapụta. Ihe dịka n'afọ 121 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, o wee ruo na mgbe
eze Mosaịa nweworo udo ese-
pụghị aka ruo afọ atọ, ọ chọsị-
rị-ike ịmata gbasara ndị ahụ
[a]gbagoro ibi n'ala nke Lihaị-
Nifaị, ma-ọbụ n'obodo-ukwu

**6** 1*a* OznỌd. 128:8.
3*a* Mosa. 1:10; 2:30.
*b* NGAN Chie Echichi, Echichi.
*c* Alma 4:7.
*d* Mosa. 5:5–7.
4*a* NGAN Mosaịa, Nwanwoke nke Benjamin.
*b* 1 Nif. 1:4.
7*a* 2 Ndị-Kọ 11:9.
**7** 1*a* Omnai 1:27–30.

nke Lihaị-Nifaị, n'ihi na ndị ya anụbeghị ihe ọbụla site n'aka ha site n'oge ha hapụrụ ala nke [b]Zarahemla; ya mere, ha nyere ya nsogbu gwụrụ ya ike site n'iji ya mee ihe ọchị nile.
2 Ma o wee ruo na eze Mosaịa kwere na mmadụ iri na isii n'ime ndị nwoke ha siri ike gaagbago ruo n'ala nke Lihaị-Nifaị ijụpụta gbasara ụmụnne ha nwoke.
3 Ma o wee ruo na n'echi ya ha malitere ịgbago, kpọrọ tinyere onwe ha otu Amọn, ebe ọ bụ nwoke nwere ume, ma dị ike, na onye sitere n'agbụrụ nke Zarahemla; ma-ọbụ kwa ya bụ onye-ndu ha.
4 Ma ugbua, ha amataghị ụzọ ha ga-esi ga njem n'ime ọzara ahụ ịgbago ruo n'ala nke Lihaị-Nifaị; ya mere ha kpaghariri ọtụtụ ụbọchị n'ime ọzara ahụ, ọbụna iri ụbọchị anọ ka ha kpaghariri.
5 Ma mgbe ha kpagharịworo iri ụbọchị anọ ha bịaruru otu ugwu, nke dị n'elu-elu ala nke [a]Shaịlọm, ma n'ebe ahụ ka ha rụnyere ụlọ-ịkwuu ha nile.
6 Ma Amọn kpọrọ ụmụnne ya ndị nwoke atọ, ma aha ha bụ Amalakaị, Hilem, na Hem, ma ha gbadara n'ime ala nke [a]Nifaị.
7 Ma lee, ha jekwuru eze nke ndị ahụ bụ ndị nọ n'ala nke Nifaị, na n'ala nke Shaịlọm; ma ndị nche eze ahụ gbara ha gburu-gburu, ma wee duru ha, ma kee ha agbụ, ma tinye ha n'ụlọ mkpọrọ.
8 Ma o wee ruo mgbe ha nọworo n'ụlọ-mkpọrọ ụbọchị abụọ a kpọpụtakwara ha ọzọ n'iru eze, ma a tọpụrụ agbụ ha, ma ha guzoro n'iru eze, ma e nyere ha ohere, ma-ọbụ nye iwu, na ha ga-aza ajụjụ nile ndị ọ ga-ajụ ha.
9 Ma o wee sị ha: Lee, a bụ m [a]Lịmhaị, nwa nwoke nke Noa, onye bụ nwa nwoke nke Zinịf, onye bịalitere site n'ala nke Zarahemla iketa ala nke a, nke bụ ala nke ndị nna ha, onye e mere eze site n'olu nke ndị ahụ.
10 Ma ugbua, achọrọ m ịmata ihe kpatara unu atụghị egwu ịbịaru nso mgbidi nile nke obodo-ukwu ahụ, mgbe mụ, n'onwe m, nọ mụ na ndị nche m n'ofe ọnụ-ụzọ ama ahụ?
11 Ma ugbua, n'ihi nke a ka m kweworo ka e chekwaa unu, ka m wee jụta unu, ma ọbụghị otu a, a gara m eme ka ndị nche m meworịị ka unu nwụọ. E nyere unu ohere ikwu okwu.
12 Ma ugbua, mgbe Amọn hụrụ na e nyere ya ohere ikwu okwu, ọ gara wee kpọọ isi ya n'ala n'iru eze ahụ; ma na mbilite ọ siri: O eze, a na m ekele ezigbo ekele n'iru Chineke n'ụbọchị nke a na m ka dị ndụ, na e nyere m ohere ikwu okwu, ma aga m ejisike kwuo okwu naatụghị egwu;
13 N'ihi na a ma m nke ọma na ọbụrụ na ị matara m Ị garaghị ekwe na m gara eyiri agbụ ndị a. N'ihi na a bụ m Amọn, a bụ m agbụrụ nke [a]Zarahemla, ma a gbagotara m site n'ala nke

1*b* Omnai 1:13.
5*a* Mosa. 9:6, 8, 14.
6*a* 2 Nif. 5:8.
9*a* Mosa. 11:1.
13*a* Omnai 1:12–15.

Zarahemla ịjụta ihe gbasara ụmụnne anyị nwoke, ndị Zinịf kpọpụtara site n'ala ahụ.
14 Ma ugbua, o wee ruo na mgbe Lịmhaị nụworo okwu nile nke Amọn, obi tọrọ ya ụtọ karịa, ma ọ sịrị: Ugbua, a ma m n'ezi-okwu na ụmụnne m nwoke ndị nọ n'ala nke Zarahemla ka dị ndụ. Ma ugbua, a ga m añụrị ọñụ, ma echi a ga m eme na ndị m ga añụrị kwa ọñụ.
15 N'ihi na lee, anyị nọ n'ịbụ-oru n'aka ndị Leman, ma a [a]na-ana anyị ụtụ nke siri anyị ike ịnagide. Ma ugbua, lee, ụmụ nne anyị nwoke ga-anapụta anyị site n'ịbụ-oru anyị, ma-ọbụ site n'aka nile nke ndị Leman, ma anyị ga-abụ ndị oru ha; n'i-hi na ọ ka mma na anyị bụ oru nye ndị Nifaị karịa na anyị tụrụ ụtụ nye eze ndị Leman.
16 Ma ugbua, eze Lịmhaị nye-re ndị nche ya iwu ka ha ghara kwa ike Amọn agbụ ma-ọbụ ụmụnne ya nwoke, ma mee ka ha gaa n'ugwu ahụ nke dị n'elu-elu nke Shaịlọm, ma kpọbata ụmụnne ha nwoke n'ime obodo-ukwu ahụ, na site na ya ha ga-eri, ma ñụọ, ma zuoro onwe ha ike site n'ọrụ nile nke njem ha; n'ihi na ha atawo ahụhụ ọtụtụ ihe; ha atawo ahụhụ agụụ, akpịrị-ịkpọ-nkụ na ike-ọgwụgwụ.
17 Ma ugbua, o wee ruo n'echi ya na eze Lịmhaị zipụrụ ozi ịma ọkwa n'etiti ndị ya nile, na site na nke ahụ ha ga-akpọkọta onwe ha ọnụ na [a]temple ịnụrụ okwu nile ahụ nke ọ ga-agwa ha.
18 Ma o wee ruo na mgbe ha kpọkọtaworo onwe ha ọnụ na ọ gwara ha okwu otu a, na-asị: O unu, ndị m, welite nụ isi unu ma nwe nkasi obi; n'ihi na lee, oge ahụ adịwo nso, ma-ọbụ ọdịghị oke anya, mgbe anyị na-agaghị anọkwa n'okpu-ru ndị iro anyị, na-agbanyeghị ọtụtụ mgbalị nile anyị, nke bụworo n'efu; ma na e nwere m ntụkwasị-obi na ọ ka nwere mgbalị ga-adị ire fọdụrụ a ga-eme.
19 Ya mere, welite nu isi unu nile, ma ñụrịa ọñụ, ma tinye ntụkwasị obi unu n'ime [a]Chineke, n'ime Chineke ahụ onye bụrịị Chineke nke Abraham, na Aịsak, na Jekọb; na kwa Chineke ahụ onye [b]kpọpụtara ụmụ Israel site n'ala Ijipt, ma mee ka ha gaa ije gafee Oke Osimiri Uhie n'ala akọrọ, ma jiri [c]manna nyejuo ha afọ ka ha ghara ịla n'iyi n'ime ọzara; ma ọtụtụ ihe ndị ọzọ ka o meere ha.
20 Ma ọzọ, otu Chineke ahụ kpọpụtaworo nna anyị ha [a]site n'ala Jerusalem, ma o debewo ma chekwaa ndị ya ọbụna ruo ugbua; ma lee, ọbụ n'ihi ajọọ-omume anyị na ihe arụ nile ka o wetaworo anyị baa n'ime ịbụ-oru.
21 Ma unu nile bụ ndị aka-ebe n'ụbọchị taa, na Zinịf, onye e mere eze nye ndị a, ebe ọ bụ

15*a* Mosa. 19:15.
17*a* 2 Nif. 5:16.
19*a* Ọpụ. 3:6; 1 Nif. 19:10.
*b* Ọpụ. 12:40–41; Alma 36:28.
*c* Ọpụ. 16:15, 35; Ọnọgụ. 11:7–8; Josh. 5:12.
20*a* 1 Nif. 2:1–4.

onye ọ [a]na-anụkarị ọkụ n'obi
iketa ala ahụ nke ndị nna ya
ha, ya mere a ghọgburu ya site
n'aghụghọ na nka-aghụghọ nke
eze Leman, onye ebe ọ banye-
woro n'ime nkwekọrịta ya na
eze Zinịf, ma ebe o nyefeworo
n'aka ya abụọ ihe onwunwe
nile nke otu akụkụ ala ahụ, ma-
ọbụ ọbụna obodo-ukwu ahụ
nke Lihaị-Nifaị, ma obodo-
ukwu ahụ nke Shaịlọm; na ala
ahụ dị ya gburu-gburu.
22 Ma ihe nile ndị a ka o mere
n'ihi ebum-n'obi nke [a]iweta ndị
a n'ime ịnọ n'okpuru ma-ọbụ
n'ime ịbụ-oru. Ma lee, anyị
n'oge nke a na-atụ ụtụ nye eze
nke ndị Leman, ruo na otu ọka-
ra nke ọka anyị, na achara-bar-
ley anyị, na ọbụna mkpụrụ
ọghịgha anyị n'ụdi nile, na otu
ọkara nke ntụkwasị nke igwe
anụ anyị na igwe anụmanụ nile;
ma ọbụna otu ọkara nke ihe nile
anyị ji ma-ọbụ nwere; eze ahụ
nke ndị Leman na-anapụ anyị
ha n'ike ma-ọbụ ndụ anyị nile.
23 Ma ugbua, nke a ọdịghị
mwute n'odidi? Ma mkpagbu
anyị nke a, ọdịghị nnukwu?
Ugbua lee, nnukwu ihe kpatara
anyị kwesịrị iji na-eru uju.
24 E, asị m unu, nnukwu ihe
kpatara ha dị nke anyị kwesịrị
iji rie-uju; n'ihi na lee ole n'ime
ụmụnne anyị nwoke ka e gbu-
woro, ma ọbara ha ka akwafu-
woro n'efu, ma ihe nile n'ihi
ajọọ-omume.
25 N'ihi na ọbụrụ na ndị a
adabaghịrịị n'ime njehie Onye-
nwe agaraghị ekwe na nnukwu
ajọọ ihe nke a ga-abịakwasị ha.
Mana lee, ha achọghị ịña ntị n'o-
kwu ya nile; mana e nwere ndọ-
rọ-ndọrọ dapụtara n'etiti ha,
ọbụna rue nke na ha kwafuru
ọbara n'etiti onwe ha.
26 Ma [a]onye-amụma nke
Onye-nwe ka ha gbuworo; e,
onye Chineke họpụtara, onye
gwara ha maka ajọọ-omume ha
na ihe arụ nile, ma buo-amụma
maka ọtụtụ ihe nile ndị nke ga-
abịa, e, ọbụna ọbịbịa nke Kraịst.
27 Ma n'ihi na ọ sịrị ha na
Kraịst bụ [a]Chineke ahụ, Nna
nke ihe nile, ma sị na ọ ga eyị-
kwasị onwe ya oyiyi nke mma-
dụ, ma ọ ga-abụ [b]oyiyi n'ụdị nke
e jiri kee mmadụ na mmalite;
ma-ọbụ ikwu ya n'ụzọ ọzọ, o
kwuru na mmadụ ka e kere n'ụ-
dị oyiyi nke [c]Chineke, ma na
Chineke ga-arịdata n'etiti ụmụ
nke mmadụ, ma yikwasị onwe
Ya anụ-arụ na ọbara, ma ga-
gharịa n'elu iru nke ụwa ahụ —
28 Ma ugbua, n'ihi na o kwuru
nke a, ha mere ka ọ nwụọ; na
ọtụtụ ihe ndị ọzọ karịrị akarị
ka ha mere nke wedatara iwe
ọkụ nke Chineke n'arụ ha. Ya
mere, onye ka ọ na-agbagwọjụ
anya na ha nọ n'ịbụ-oru, ma na
e tiri ha nnukwu ihe otiti site na
nsogbu nile?
29 Ma lee, Onye-nwe asịwo: A
gaghị m [a]enyere ndị m aka n'ụ-
bọchị nke njehie ha; ma na aga
m agbagide ụzọ ha nile ogige ka

21*a* Mosa. 9:1–3.
22*a* Mosa. 10:18.
26*a* Mosa. 17:12–20.
27*a* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*b* Jen. 1:26–28; Ita 3:14–17; OznỌd. 20:17–18.
*c* Mosa. 13:33–34; 15:1–4.
29*a* 1 Sam. 12:15; 2 Ihem. 24:20.

ha ghara ịga n'iru; ma omume
ha nile ga-adị ka okwute-mkpọ-
be ụkwụ n'iru ha.
30 Ma ọzọ, ọ sịrị: Ọ bụrụ na ndị
m ga-akụ mkpụrụ [a]iru inyi ha
[b]ga-aghọta afụrụ dị n'ime ufufe
gburu-gburu; ma ihe ọ ga-ewe-
ta bụ nsi.
31 Ma ọzọ, ọ sịrị: Ọbụrụ na ndị
m ga-akụ mkpụrụ iru inyi ha
ga-aghọta [a]ufufe ọwụwa-anya-
nwụ ahụ, nke na-eweta mbibi
otu mgbe ahụ.
32 Ma ugbua, lee, nkwa nke
Onye-nwe emezuwo, ma unu
ka e tiri ihe otiti ma kpagbuo.
33 Mana ọbụrụ na [a]unu ga-
atụgharị soro Onye-nwe ma jiri
nzube juru-eju nke obi, ma ti-
nye ntụkwasị-obi unu na Ya, ma
jiri uche ịrụsi ọrụ ike jeere ya
ozi, ọbụrụ na unu mee nke a, ọ
ga, dịka ọchịchọ na mmasị nke
ya siri dị, a napụta unu site n'ị-
bụ-oru.

## ISI 8

*Amọn wee kuziere ndị nke Lịmhaị—Ọ mụrụ ihe banyere epekele iri abụọ na anọ nke ndị Jared—Akụkọ-ndekọta ndị mgbe-ochie nile ndị ọhụ-ụzọ nwere ike ịtụgharị asụsụ ha—Ọdịghị onyinye dị ukwuu karịa ịhụ-ụzọ. Ihe dịka n'afọ 121 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mgbe eze Lịmhaị bịaworo na ngwụcha nke ịgwa ndị ya okwu, n'ihi na ọ gwara ha ọtụtụ ihe ma nanị ole na ole n'ime ha ka m dewo-ro n'ime akwụkwọ a, ọ gwara ndị ya ihe nile gbasara ụmụnne ha nwoke ndị nke nọ n'ala Zarahemla.
2 Ma o mere ka Amọn guzoro
ọtọ n'iru igwe-mmadụ ahụ, ma
kwugharịara ha ihe nile nke
meworo ụmụnne ha nwoke site
n'oge nke Zinịf gbagoro pụọ
site n'ala ahụ ọbụna ruo oge
nke ya n'onwe ya bịalitere pụọ
site n'ala ahụ.
3 Ma o kwugharịkwaara ha
okwu ndị-ikpe-azụ nke eze
Benjamịn kụziworo ha, ma kọ-
waara ha ndị nke eze Lịmhaị,
ka ha wee ghọta okwu nile nke
o kwuru.
4 Ma o wee ruo na mgbe
o meworo ihe a nile, na eze
Lịmhaị gbasara igwe-mmadụ
ahụ, ma mee ka ha laghachị
onye ọbụla n'ụlọ nke aka ya.
5 Ma o wee ruo na o mere ka
eweta epekele ndị ahụ nke ihe
dị n'ime ha bụ [a]akụkọ-ndekọta
nke ndị ya site n'oge nke ha ha-
pụrụ ala nke Zarahemla ahụ,
n'iru Amọn, ka o wee gụọ ha.
6 Ugbua, ngwa-ngwa Amọn
gụsịworo akụkọ-ndekọta ahụ,
eze ahụ jụrụ ya ịmata ma ọ
ga-enwe ike ịsụgharị asụsụ
nile, ma Amọn gwara ya na ya
enweghị ike.
7 Ma eze ahụ gwara ya: Ebe m
nwere mwute n'ihi mkpagbu
nile nke ndị m, e mere m ka iri
anọ na atọ n'ime ndị m ga njem
n'ime ọzara ahụ, na site na nke
ahụ ha ga-enwe ike chọta ala
nke Zarahemla ahụ, ka anyị

30*a* NGAN Inyi, Iru-inyi.
*b* Ndị-Gal. 6:7–8; OznỌd. 6:33.
NGAN Owuwe-ihe-ubi.
31*a* Jer. 18:17; Mosa. 12:6.
33*a* Mọm 9:6.
**8** 5*a* Mosa. 9–22.

wee rịo ụmụnne anyị nwoke ka
ha napụta anyị site n'ịbụ-oru.
8 Ma ha furu n'ime ọzara ahụ
ọtụtụ ụbọchị, ma na ha nwere
mgbalị, ma ha achọtaghị ala
Zarahemla ahụ ma laghachịrị
n'ala nke a, ebe ha gaworo njem
n'ime ala di n'etiti ọtụtụ mmiri,
ebe ha chọpụtaworo ala nke ju-
pụtara na ọkpụkpụ nile nke ndị
mmadụ, na nke ụmụ anụ ọhịa,
ma e kpuchịkwara ya na mbibi
nile nke ụlọ nile n'ụdị ọbụla,
ebe a chọpụtaworo ala nke ndị
mmadụ bara ụba ka igwe ndị
Israel biworo n'ime ya.
9 Ma n'igba ama na ihe ndị nke
ha kwuworo bụ ezi-okwu ha
ewetawo [a]epekele iri abụọ na
anọ nke jupụtara n'ihe nkanye
nile, ma ha bụ nke ọla-edo n'e-
nwegị ntụpọ.
10 Ma lee, kwa, ha ewetawo
[a]epekele-nchekwa-obi, ndị nke
buru ibu, ma ha bụ nke [b]bras na
nke ọla-kọpa, ma ha dịcha ezi-
gbo mma.
11 Ma ọzọ, ha ewetawo mma
agha, ihe-njide aka ha alawo
n'iyi, ma ihu-mma ha ka e kpu-
chitere site na nchara; ma ọdịghị
onye ọbụla n'ala anyị nke nwere
ike ịsụgharị asụsụ ahụ ma-ọbụ
ihe nkanye nile nke dị n'elu epe-
kele ahụ. Ya mere a sịrị m gị:
Inwere ike ịtụgharị asụsụ?
12 Ma a sị m gị ọzọ: Imatara
maka onye ọbụla nke nwere ike
ịtụgharị asụsụ? N'ihi na achọ-
sịrị m ike na a ga-atụgharị akụ-
kọ-ndekọta nile ndị a n'asụsụ
anyị, n'ihi na, eleghị anya, ha
ga-enye anyị mmata maka ndị
nke fọdụrụ nke ndị ahụ e bibi-
worọrịị, site na ebe akụkọ-nde-
kọta nile ndị a siri bịa, ma-ọbụ,
eleghị anya, ha ga-enye anyị
mmata maka ndị a e bibiworọ;
ma a chọsịrị m ike ịmata ihe
kpatara mbibi nke ha.
13 Ugbua Amọn sịrị ya: E nwe-
re m ike n'ezie gwa gị, O eze,
maka otu nwoke nke nwere ike
[a]ịtụgharị akụkọ-ndekọta nile
ndị a; n'ihi na o nwere ebe o
nwere ike ilere anya ma tụgha-
rịa akụkọ-ndekọta nile bụ nke
oge mgbe ochie; ma ọ bụ onyi-
nye sitere na Chineke. Ma ihe
ndị a ka a na-akpọ [b]ihe ntụgharị
asụsụ, ma ọdịghị mmadụ ọbụla
nwere ike ileba anya n'ime ha
ma ọbụghị na e nyere ya iwu,
eleghị anya na ọ ga achọ ihe ndị
ọ na-ekwesịghị ịchọ, ma ọ ga-
ala-n'iyi. Ma onye ọbụla e nyere
iwu ileba anya n'ime ha, onye
ahụ ka a na-akpọ [c]ọhụ-ụzọ.
14 Ma lee, eze ndị ahụ nke nọ
n'ala Zarahemla bụ nwoke ahụ
nke e nyere iwu ime ihe ndị a,
na onye nwere onyinye nka dị
elu site na Chineke.
15 Ma eze ahụ sịrị na onye
ọhụ-ụzọ bụ nnukwu mmadụ
karịa onye-amụma.
16 Ma Amọn sịrị na onye-ọhụ-
ụzọ bụ onye-mkpughe na kwa
onye-amụma; ma onyinye nke
karịrị nke a ọdịghị mmadụ ọbụ-
la pụrụ inwe ya, ma ọbụghị na o
nwere ike nke Chineke, nke
mmadụ ọbụla na-enweghị ike
inwe; ma na mmadụ nwere ike

9*a* Ita 1:1–2.
10*a* Ita 15:15.
*b* Ita 10:23.
13*a* Mosa. 28:10–17.
*b* ngan Urim na Tumim.
*c* ngan Ọhụ-ụzọ.

inwe nnukwu ike e nyere ya site
na Chineke.
17 Mana onye-ọhụ-ụzọ nwere
ike ịmata maka ihe ndị gara
aga, na kwa maka ihe ndị nke
ga-abịa, ma site na ha ka a
ga ekpughe ihe nile, ma-ọbụ,
n'ụdị ọzọ, a ga-eme ka ihe nzụzọ
nile gosipụta onwe ha, ma ihe
ezoro-ezo ga-apụta ìhè, ma ihe
ndị a na-amatabeghị ka a ga-
eme ka a mata site na ha, na kwa
ihe nile ka a ga-eme ka amata
site na ha nke ma ọdịghị otu a e
nweghị ike ịmata ha.
18 Otu a Chineke akwadowo
ụzọ nile na mmadụ, site n'o-
kwukwe, ga-arụ nnukwu ọrụ-
ebube nile; ya mere ọ ghọwo
nnukwu uru nye ndị mmadụ
ibe ya.
19 Ma ugbua, mgbe Amọn bịa-
woro na ngwụcha nke ikwu
okwu ndị a eze ahụ ñụrịrị ọñụ
karịrị akarị, ma nye Chineke,
ekele, na-asị: N'enweghị obi
abụọ, [a]nnukwu ihe omimi dị
n'ime epekele ndị a, ma ndị-
nsụgharị-okwu ndị a kwa n'e-
nweghị obi abụọ ka akwadoro
ha maka ebum-n'obi nke ikpu-
ghe ihe omimi nile dị otu a nye
ụmụ nke mmadụ.
20 O lee otu ịdị ịtụ-n'anya ọrụ
nile nke Onye-nwe dị, ma ruo
ole mgbe ka ọ na enwe nnagide
n'ebe ndị ya nọ; e, ma lee otu
ikpu-isi na ekweghị itinye aka
bụ nghọta nile nke ụmụ nke
mmadụ dị; n'ihi na ha agaghị
achọ amamihe, ọbụghị ma ha
chọrọ na ọ ga-achị ha!
21 E, ha dịka igwe-anụ na
azụghị azụ nke na-agbafu site
n'aka onye-ọzụzụ-atụrụ ahụ,
ma gbasasịa, ma a na-achụ ha,
ma ụmụ anụ ọhịa wee rie ha.

---

AKỤKỌ-NDEKỌTA NKE ZINỊF— Nkọwasị maka ndị ya, site n'oge ha hapụrụ ala nke Zarahemla ruo oge nke anapụtara ha site n'aka ndị Leman.

*Mejupụtara isi 9 ruo isi 22 e tinyekọtara.*

## ISI 9

*Zinif wee duru otu lgwe mmadụ site na Zarahemla inweta ala nke Lihaị-Nifaị — Eze ndị Leman nyere ha ikike iketa ala ahụ — Enwere ọgụ dara n'etiti ndị Leman na ndị nke Zinif. Ihe dịka n'afọ 200 ruo 187 tutu amụọ Kraịst.*

MU, Zinịf, ebe a kụziworo m
n'asụsụ nile nke ndị Nifaị, na
ebe m mataworo maka [a]ala nke
Nifaị, ma-ọbụ maka ala nke
nketa mbụ nna anyị ha, ma ebe
edupụworo m dịka onye onyo-
ta-ọgba-ama n'etiti ndị Leman
ka m wee nyopụta ndị-agha ha
nile, ka ndị-agha anyị nwe ike
bịakwasị ha ma bibie ha — ma
na mgbe m hụrụ ihe ahụ dị
mma n'etiti ha a chọsịrị m ike
na ha agaghị abụ ndị ebibiri.
2 Ya mere, a dọrọ m ndọrọ
ndọrọ mụ na ụmụnne m nwoke
n'ime ọzara n'ihi na a chọrọ m
ka onye-ọchịchị anyị nweta
nkwekọrịta anyị na ha; ma na
ebe ọbụ onye dị ike na nwoke

---

19*a* Ita 3:21–28; 4:4–5.
**9** 1*a* 2 Nif. 5:5–8; Omnai 1:12.

aguụ-ọbara na-agụ o nyere iwu
ka egbuo m; ma na a zopụtara m
site na nkwafu nke nnukwu
ọbara; n'ihi na nna lụrụ ọgụ me-
gide nna, na nwanne nwoke me-
gide nwanne nwoke, ruo mgbe
e bibiri ọnụ ọgụgụ nke karịrị na
ndị-agha anyị n'ime ọzara ahụ;
ma anyị laghachiri, ndị n'ime
anyị nke a hapụrụ, ruo ala nke
Zarahemla, ịkọwa akụkọ ahụ
nye ndị nwunye ha na ụmụ ha.
3 Ma na-agbanyeghị, ebe m
nwere oke ọnụnụ ọkụ n'obi
iketa ala nke nna anyị ha ahụ,
chịkọtara ndị nile ndị nwere
ọchịchọ ịgbago inweta ala ahụ,
ma malite ọzọ na njem anyị
n'ime ọzara ahụ ịgbago ruo ala
ahụ; ma na etiri anyị otiti ihe
site n'ụnwụ na ajọọ mkpagbu
nile; n'ihi na anyị ejighi ike na-
icheta Onye-nwe Chineke anyị.
4 Otu o sila dị, mgbe ọtụtụ
ụbọchị gafeworo na mwagharị
anyị n'ime ọzara ahụ anyị rụ-
nyere ụlọ-ịkwuu anyị n'ebe ahụ
e gburu ụmụnne anyị nwoke,
nke dị nso n'ala nke nna anyị ha.
5 Ma o wee ruo na a gara m
ọzọ kpọrọ ndị nwoke m anọ baa
n'ime obodo-ukwu ahụ, baa ga-
kwuru eze ahụ, ka m wee mata
ọnọdụ-obi eze ahụ, na ka m mata
ma m nwere ike ibanye mụ na
ndị m ma nwere ala ahụ n'udo.
6 Ma a gabara m gakwuru eze
ahụ, ma mụ na ya gbara-ndụ na
m nwere ike-inwere ala ahụ nke
ndị Lihaị-Nifaị, na ala ahụ nke
Shaịlọm.
7 Ma o nyekwara iwu ka ndị
ya pụọ site n'ala ahụ, ma mụ na
ndị m bara n'ime ala ahụ ka
anyị wee nwere ya.
8 Ma anyị malitere iwu ụlọ
nile, na iruzi mgbidi nke obo-
do-ukwu ahụ, e, ọbụna mgbidi
nile ahụ nke obodo-ukwu Li-
haị-Nifaị, na obodo-ukwu nke
Shaịlọm.
9 Ma anyị malitere ịkọ ala
ahụ, e, ọbụna jiri ụdị mkpụrụ-
akụkụ nile n'ụdị dị iche-iche,
jiri ọtụtụ mkpụrụ ọka, na nke
wit, na nke bali, ma tinyere neas,
ma tinyere sheum, ma tinyere
mkpụrụ-akụkụ nke osisi nile
n'ụdị dị iche iche; ma anyị ma-
litere ibawanye na ime nke ọma
n'ala ahụ.
10 Ugbua ọbụ aghụghọ na oke
akọ nke eze Leman, [a]iweta ndị
m n'ime ịbụ-oru, ka o nyepụrụ
ala ahụ ka anyị wee nwere ya.
11 Ya mere o wee ruo, na
mgbe anyị biworo n'ala ahụ afọ
iri na abụọ na eze Leman mali-
tere inwe obi ịlọ mmiri adịghị
ama-ama ndị m ga-agbasi-ike
n'ala ahụ, ruo na ha enweghị
ike ịka ha ike ma weta ha n'ime
ịbụ-oru.
12 Ugbua ha bụ [a]ndị ume-
ngwụ na ndị n'ekpere arụsị; ya
mere ha chọsịrị ike iweta anyị
n'ime ịbụ-oru, ka ha wee bie
ndụ dị elu site n'ọrụ nile nke aka
anyị; e, ka ha wee meere onwe
ha oriri n'elu igwe-anụ nke ubi
anyị nile.
13 Ya mere o wee ruo na eze
Leman malitere ịkpalite ndị ya
ka ha see okwu ha na ndị m; ya
mere a malitere inwe agha nile
na ndọrọ-ndọrọ nile n'ala ahụ.

10*a* Mosa. 7:21–22. | 12*a* Inọs 1:20. | ngan Ife Arụsị.

14 N'ihi na, n'ime afọ nke iri
na atọ nke ọchịchị m n'ala nke
Nifaị, na mpụta na ndịda-ndị-
da nke ala ahụ nke Shaịlọm,
mgbe ndị m n'agba-mmiri na-
enye igwe anụ ha nri, na ịkọ
ala ha nile, imerime igwe ndị
Leman bịakwasịrị ha ma malite
igbu ha, na iwepụ igwe-anụ ha,
na ọka nke ubi ha nile.
15 E, ma o wee ruo na ha
gbalagara, ka ha ra bụ ndị a na-
achụfeghị, ọbụna garuo n'ime
obodo-ukwu ahụ nke Nifaị, ma
kpọkụo m maka nchekwa.
16 Ma o wee ruo na m nyere
ha ngwa-ọgụ site n'ụta na site
n'arọ, site na mma-agha, na site
na mma-agha rọrọ-arọ, na site
na nkụ-nkụ, na site n'ébè, na
site na ụdị ngwa-ọgụ nile dị
iche-iche anyị nwere ike ime-
pụta, ma mụ na ndị m gara n'iru
megide ndị Leman n'ilụ agha.
17 E, n'ike nke Onye-nwe ka
anyị gara n'iru n'ịlụ agha megi-
de ndị Leman; n'ihi na mụ na
ndị m bere akwa dị ukwuu nye
Onye-nwe ka o wee napụta anyị
site n'aka nile nke ndị iro anyị,
n'ihi na e metere anyị n'ụra ruo
na ncheta nke nnapụta nke ndị
nna anyị ha.
18 Ma Chineke [a]nụrụ akwa
anyị nile ma zaa ekpere anyị
nile; ma anyị gara n'iru n'ike
ya: e, anyị gara n'iru megide
ndị Leman, ma n'ime otu ụbọ-
chị na otu abalị anyị gburu
puku atọ na iri anọ na atọ; anyị
gburu ha ọbụna ruo mgbe anyị
chụpụworo ha site n'ala anyị.
19 Ma mụ, n'onwe m, n'aka
nke m, nyere aka lie ndị ha
nwụrụ anwụ. Ma lee, na nnu-
kwu mwute na akwa arịrị anyị,
narị abụọ na iri asaa na iteghete
n'ime ụmụnne anyị nwoke ka e
gburu.

## ISI 10

*Eze Leman wee nwụọ — Ndị ya bụ ndị ime ọhịa ma dị egwu ma kwere na omenala ụgha nile — Zinif na ndị ya wee nwe mmeri megide ha. Ihe dịka n'afọ 187 ruo 160 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na anyị malitere
ọzọ ihiwe ala-eze ahụ ma anyị
malitere ọzọ inwere ala ahụ
n'udo. Ma e mere m ka e nwee
ngwa-ọgụ nile nke agha e mere
n'ụdị ọbụla, na site na nke a m
ga-enwe ngwa-ọgụ maka ndị m
chere oge ndị Leman ga-abịali-
te ọzọ ịlụ ọgụ megide ndị m.
2 Ma e debere m ndị nche gbu-
ru-gburu ala ahụ, ka ndị Leman
ghara ịbịakwasị anyị ọzọ n'ama-
ghị ama ma bibie anyị; ma otu a
ka m siri chee ndị m na igwe anụ
m nile ma debe ha site n'ịdaba
n'aka nke ndị iro anyị nile.
3 Ma o wee ruo na anyị ketara
ala ahụ nke ndị nna anyị ruo
ọtụtụ afọ, e, ruo afọ iri abụọ na
abụọ.
4 Ma e mere m ka ndị nwoke
kọọ ala, ma kụọ ụdị akụkụ
nile dị iche-iche na ụdị [a]mkpụ-
rụ-osisi nile dị iche-iche n'ụdị
ọbụla.
5 Ma e mere m ka ndị nwanyị
kụọ ogho, ma dọlịa, ma rụọ ọrụ,

18*a* Mosa. 29:20.

**10** 4*a* Mosa. 9:9.

ma rụọ ụdị ọmarịcha akwa linen
nile dị iche-iche, e, ma [a]akwa
n'ụdị ọbụla, ka anyị wee kpu-
chie ịgba-ọtọ anyị; ma otu a anyị
mere nke ọma n'ala ahụ — otu a
anyị nwegidere udo n'ala ahụ
ruo afọ iri abụọ na abụọ.
6 Ma o wee ruo na eze [a]Leman
nwụrụ, ma nwa ya nwoke ma-
litere ịchị n'ọnọdụ ya. Ma ọ ma-
litere ịkpalite ndị ya n'inupu isi
megide ndị m, ya mere ha mali-
tere ịkwado maka agha, na ịbịa-
lite n'ibu agha megide ndị m.
7 Ma na e zigawo m ndị-onyo-
ta-ọgba-ama gaa gburu-gburu
ala ahụ nke [a]Shemlọn, ka m wee
chọpụta nkwadobe ha nile, ka
m wee chere ha, ka ha ghara
ịbịakwasị ndị m ma bibie ha.
8 Ma o wee ruo na ha bịakwa-
sịrị elu-elu nke ala ahụ nke
Shaịlọm, jiri imerime igwe ha
nile, ụmụ-nwoke [a]ji ngwa-ọgụ
nke [b]ụta, ma jiri arọ, ma jiri
mma-agha nile, ma jiri mma
agha rọrọ arọ, ma jiri okwute,
ma jiri ébè; ma ha kpụrụ isi ha
nke mere na ha gbaa ọtọ; ma ha
yiri ihe nkedo ukwu nke akpụ-
kpọ-anụ n'ukwu ha nile.
9 Ma o wee ruo na e mere m ka
ndị ụmụ-nwanyị na ụmụ-nta-
kịrị nke ndị m ka aga zoo ha
n'ime ozara ahụ; na kwa mee
ka ndị nwoke kara nka m nile
nwere ike ibu ngwa-agha, na
kwa ndị okorọbịa m nile nwere
ike ibu ngwa-agha, ga kpọkọta
onwe ha ọnụ ilụso ndị Leman
agha; ma e debere m ha n'ọnọdụ
ha nile, onye ọbụla dịka afọ ole
ọgbara siri dị.
10 Ma o wee ruo na anyị gba-
goro ịbuso ndị Leman agha; ma
mụ, ọbụna mụ, na nka m, gba-
goro ịbuso ndị Leman agha. Ma
o wee ruo na anyị gara [a]n'ike
nke Onye-nwe n'ịlụ agha.
11 Ugbua, ndị Leman adịghị
ihe ha matara gbasara Onye-
nwe, ma-ọbụ maka ike nke
Onye-nwe, ya mere ha dabere
n'elu ike nke onwe ha. Ma na
ha bụụrụ ndị gbasịrị ike, dịka
isi ike nke mmadụ siri dị.
12 Ha bụụrụ [a]ndị ime ọhịa, ma
dị egwụ, na ndị akpịrị na-akpọ-
nkụ maka ọbara, na-kwere [b]n'o-
menala nke ndị nna ha, nke bụ
nke a — ikwere na a chụpụrụ ha
site n'ala Jerusalem n'ihi ajọọ-
omume nke ndị nna ha, ma na e
mejọrọ ha n'ime ozara ahụ site
n'aka ụmụnne ha nwoke, na e
mejọkwara ha mgbe ha na-aga-
fee osimiri ahụ;
13 Ma ọzọ, na e mejọrọ ha
mgbe ha nọ n'ala nke [a]nketa
mbụ ha, mgbe ha gafesịworo
osimiri ahụ, ma ihe ndị a nile
n'ihi na Nifaị kara nwe okwu-
kwe n'idebe iwu-nsọ nile nke
Onye-nwe — ya mere Onye-nwe
[b]gosịrị ya iru ọma, n'ihi na
Onye-nwe nụrụ ekpere ya nile
ma zaa ha, ma buru ụzọ na njem
ha n'ime ọzara ahụ.
14 Ma ụmụnne ya nwoke
weere ya oke iwe n'ihi na
ha [a]aghọtaghị mmeso nile nke
Onye-nwe, ha wekwara [b]oke

5*a* Alma 1:29.
6*a* Mosa. 9:10–11; 24:3.
7*a* Mosa. 11:12.
8*a* Jarọm 1:8.
*b* Alma 3:4–5.
10*a* ngan Ntụkwasị-obi.
12*a* Alma 17:14.
*b* 2 Nif. 5:1–3.
13*a* 1 Nif. 18:23.
*b* 1 Nif. 17:35.
14*a* 1 Nif. 15:7–11.
*b* 1 Nif. 18:10–11.

iwe megide ya n'elu mmiri nile ahụ n'ihi na ha mechisiri obi ha ike megide Onye-nwe.
15 Ma ọzọ, ha wesoro ya oke iwe mgbe ha ruteworo n'ala e kwere na nkwa, n'ihi na ha sịrị na ọ wepụwo [a]ọchịchị nke ndị ahụ site n'aka ha nile; ma ha chọrọ igbu ya.
16 Ma ọzọ, ha weere ya oke iwe n'ihi na ọ hapụrụ baa n'ime ozara ahụ dịka Onye-nwe siri nye ya iwu, ma were [a]akụkọndekọta nile nke a kanyere n'elu epekele nke bras ahụ, n'ihi na ha sịrị na o [b]zuru ha ori.
17 Ma otu a ha akụziworo ụmụ ha na ha kwesịrị ịkpọ ha asị, ma na ha kwesịrị igbu ha, ma na ha kwesịrị izu na ịpụnara ha ihe, ma mee ihe nile ha nwere ike ibibi ha; ya mere ha nwere nkpọrọ m asị ebighi-ebi n'ebe ụmụ Nifaị nọ.
18 N'ihi otu ihe nke a ka eze Leman, site n'aghụghọ ya, na nka-aghụghọ okwu ụgha, na nkwa ọma ya nile, ghọgburu m, na m kpọlitaworo ndị m nke a n'ime ala nke a, ka ha wee bibie ha; e, ma anyị atawo ahụhụ ọtụtụ afọ ndị a nile n'ala ahụ.
19 Ma ugbua mụ, Zinịf, mgbe m kọsịworo ihe nile ndị a nye ndị m gbasara ndị Leman, a kpalitere m ha ibu agha jiri ike ha, na-itinye okwukwe ha n'Onye-nwe, ya mere, anyị lụsoro ha agha, n'iru na iru.
20 Ma o wee ruo na anyị chụpụrụ ha ọzọ site n'ala anyị, ma anyị gburu ha site na nnukwu ogbugbu, ọbụna rue ọtụtụ ọnụ ọgụgụ nke na anyị agụghị ha ọnụ.
21 Ma o wee ruo na anyị laghachịrị ọzọ n'ala nke onwe anyị, ma ndị m malitere ọzọ ilekọta igwe-anụ ha nile, na ịkọ ala ha.
22 Ma ugbua mụ, ebe m kaworo nka, nyefere ala-eze ahụ n'aka otu n'ime ụmụ m nwoke; ya mere, agaghị m ekwu karịa otu a. Ma ka Onye-nwe gọzie ndị m. Amen.

## ISI 11

*Eze Noa wee na-achị n'ajọọ-omume—Ọ na-añụrị n'ime ibi ndụ ọgba-aghara ya na ndị nwunye ya na ndị iko ya nile—Abịnadaị wee na-ebu-amụma na ndị ahụ a gaeweba ha n'ime ịbụ-oru—Ndụ ya ka Eze Noa na-achọ. Ihe dịka n'afọ 160 ruo 150 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na Zinịf nyefere ala-eze ahụ n'aka Noa, otu n'ime ụmụ ya nwoke; ya mere Noa malitere ịchị n'ọnọdụ ya; ma ọ gaghị ije n'ụzọ nile nke nna ya.
2 N'ihi na lee, o debeghị iwunsọ nile nke Chineke, ma ọ gara ije n'ọchịchọ nke obi ya onwe ya. Ma o nwere ọtụtụ ndị nwunye na [a]ndị iko. Ma o [b]mere ka ndị ya mee mmehie, ma mee ihe ahụ rụrụ arụ n'anya nke Onye-nwe. E, ma ha gbara [c]akwụnakwụna nile na ụdị ajọọ-omume nile dị iche-iche.

15*a* 2 Nif. 5:3.
16*a* 2 Nif. 5:12.
*b* Alma 20:10, 13.
**11** 2*a* Jekọb 3:5.
*b* 1 Ndez. 14:15–16; Mosa. 29:31.
*c* 2 Nif. 28:15.

3 Ma o kere ụtụ nke otu ụzọ
n'ụzọ ise nke ihe nile ha nwere,
otu ụzọ n'ụzọ ise nke ọla-edo
ha na nke ọla ọcha ha, na otu
ụzọ n'ụzọ ise nke [a]ziff ha, na
nke ọla-kọpa ha, na nke ọla bras
ha na nke igwe ha, na otu ụzọ
n'ụzọ ise nke anụ ha nile gbara
abụba; na kwa otu ụzọ n'ụzọ
ise nke akụkụ-ubi ha nile.
4 Ma ihe nile a ka o weere iji
kwado onwe ya, na ndị nwu-
nye ya nile na ndị iko ya; na
kwa ndị nchụ-aja ya, na ndị
nwunye ha na ndị iko ha; otu a
ọ gbanwewo ihe omume nile
nke ala-eze ahụ.
5 N'ihi na o wedawo ndị
nchụ-aja nile nke edoworo-nsọ
site na aka nna ya, ma doo ndị
ọhụrụ nsọ n'ọnọdụ ha, ụdị ndị
buliri onwe ha elu na mpako
nke obi ha nile.
6 E, ma otu a a kwadoro ha
n'ume-ngwu ha, ma n'ife arụsị
ha, na n'ịgba akwụnakwụna ha
nile, site n'ụtụ nile nke eze Noa
bokwasịworo ndị ya; otu a ka
ndị ahụ siri rụọ ọrụ karịa ịkwa-
do ajọọ-ihe.
7 E, ma ha ghọkwara ndị-n'efe-
arụsị, n'ihi na a ghọgburu ha
site n'ihe efu na okwu otuto
n'esighị n'obi nile nke eze ahụ
na ndị nchụ-aja nile; n'ihi na ha
na-agwa ha ọtụtụ ihe n'esighị
n'obi pụta.
8 Ma o wee ruo na eze Noa
wuru ọtụtụ ụlọ dị mma ile anya
ma saa mbara; ma ọ chọrọ ha
mma site n'ọmarịcha ọrụ nke
osisi, na nke ụdị ihe oke ọnụ-
ahịa nile dị iche-iche, nke ọla-
edo, na nke ọla-ọcha, na nke
igwe, na nke ọla-bras, na nke
ziff, na nke ọla-kọpa.
9 Ma o wukwara onwe ya obi-
eze sara mbara, na oche-eze n'e-
titi ya, nke ha nile bụụrụ nke
ọmarịcha osisi ma e jiri ọla-edo
na ọla-ọcha chọọ ya mma na
ihe ndị ọzọ dị oke ọnụ ahịa.
10 Ma o mekwara ka ndị-ọrụ
ya na-arụ ụdị ọmarịcha ọrụ nile
dị iche-iche n'arụ nile nke ime
mgbidi nile, nke temple ahụ,
nke ọmarịcha osisi, na nke ọla
kọpa, na nke ọla bras.
11 Ma oche nile ndị e debere
iche maka ndị isi nchụ-aja nile,
ndị nke dị elu karịa oche ndị
nke ọzọ nile, ka ọ chọrọ mma
jiri ọla-edo na-enweghị ntụpọ;
ma o mere ka e wuo ihe mkpu-
chi n'iru ha, ka ha wee debe arụ
ha nile na aka ha abụọ n'elu ya
mgbe ha ga-ekwu okwu ụgha
na okwu efu nile nye ndị ya.
12 Ma o wee ruo na o wuru
[a]ụlọ-elu tọwa na nso temple
ahụ; e, ụlọ-elu tọwa dị ezigbo
elu, ọbụna dị elu nke na o
nwere ike iguzoro n'elu ya ma
huzuo ala nke Shaịlọm, na kwa
ala nke Shemlọn, nke ndị nwe
ya bụ ndị Leman; ma o nwere
ike ilezu anya ọbụna ruo ala
nile gbara gburu-gburu.
13 Ma o wee ruo na o mere ka
e wuo ọtụtụ ụlọ n'ala Shaịlọm;
ma o mere ka e wuo nnukwu
ụlọ-elu tọwa n'elu ugwu elu-
elu nke ala Shaịlọm ahụ, nke
bụworo rị ebe nchekwa maka

---

3*a* HIB okwu ndị metụtara ibe ha, nkịwa aha, "na-achake", ngwaa, ịtụkwasị ma-ọbụ epekele jiri ihe ọla.

12*a* Mosa. 19:5–6.

ụmụ nke Nifaị n'oge ha gbapụrụ
site n'ala ahụ, ma otu a ka o
mere akụ na ụba nke o nwetara
site n'ụtụ nke ndị ya ahụ.
14 Ma o wee ruo na ọ tụkwasị-
rị obi ya n'elu akụ na ụba ya, ma
o mefuru oge ya n'ibi ndụ ịla
n'iyi ya na ndị nwunye ya na
ndị iko ya; ma otu a ka ndị
nchụ-aja ya nile tụfuru oge ha
ha na ndị akwụnakwụna.
15 Ma o wee ruo na ọ kụrụ
osisi-vine gburu-gburu n'ala
ahụ; ma o wuru igwe-na-apa-
mmanya nile, ma mepụta mma-
nya n'uju ya; ma ya mere ọ
ghọrọ [a]onye-oke-ọñụ-mmanya,
na kwa ndị ya.
16 Ma o wee ruo na ndị Leman
malitere ịbatakwute ndị ya, na
ntakịrị ọnụ-ọgụgụ, na igbu ha
n'ime ubi ha nile, na mgbe ha
na-azụ igwe-anụ ha.
17 Ma eze Noa zipụrụ ndị-
nche gburu-gburu ala ahụ
ịchụpụ ha; ma na e zipụghị
ọnụ-ọgụgụ zuru ezu, ma ndị
Leman bịakwasịrị ha ma gbuo
ha, ma chụpụ ọtụtụ igwe-anụ
ha site n'ala ahụ; otu a ndị
Leman malitere ibibi ha, na
iwere ịkpọ-asị ha wụkwasị ha.
18 Ma o wee ruo na eze Noa
zigara ndị-agha ya ibuso ha
agha, ma ha chụghachịrị ha azụ,
ma-ọbụ ha chụghachịrị ha azụ
na nwa oge; ya mere, ha lagha-
chịrị na-añụrị ọñụ na mgwo-
mgwo ha kwatara n'agha.
19 Ma ugbua, n'ihi nnukwu
mmeri nke a ha buliri onwe ha
elu na mpako nke obi ha nile; ha
[a]turu ọnụ, n'ihi ikike nke onwe
ha, na-asị na iri ise ha ga-eguzo-
gide ọtụtụ puku ndị Leman—
ma otu a ka ha turu ọnụ, ma
nwee mmasị n'ọbara, na ịkwafu
ọbara nke ụmụnne ha nwoke,
ma nke a n'ihi ajọọ-omume nke
eze ha na ndị nchụ-aja ha nile.
20 Ma o wee ruo na o nwere
otu nwoke n'etiti ha nke aha ya
bụ [a]Abịnadaị; ma ọ gagharịrị
n'etiti ha, ma malite ibu amụma,
na-asị: Lee, otu a ka Onye-nwe
kwuru, ma otu a ka o nyeworo
m n'iwu, na-asị, Gagharịa, ma
kwuoro ndị a, otu a ka Onye-
nwe kwuru—ahụhụ dịrị ndị a,
n'ihi na a hụwo m ihe arụ ha
nile, na ajọọ-omume ha, na
akwunakwuna ha nile; ma
ma-ọbụghị na ha chegharịrị a
ga m eleta ha n'iwe m.
21 Ma ma-ọbụghị na ha
chegharịrị ma tụgharịa n'ebe
Onye-nwe Chineke ha nọ, lee,
aga m enyefe ha n'aka nke ndị
iro ha; e, ma ha ka a ga-ewebata
n'ime [a]ịbụ-oru; ma a ga-akpa-
gbu ha site n'aka nke ndị iro ha.
22 Ma ọ ga-eru na ha ga-amata
na m bụ Onye-nwe Chineke ha,
ma na m bụ [a]Chineke ekworo
na-eleta ajọọ-omume nile nke
ndị m.
23 Ma ọ ga-eru na ma ọbụghị
na ndị a chegharịrị ma tụgharịa
n'ebe Onye-nwe Chineke ha nọ,
a ga-ewebata ha n'ime ịbụ-oru;
ma ọdịghị onye ga-anapụta
ha, ma ọbụghị Onye-nwe ahụ
Chineke nke Pụrụ Ime Ihe nile.
24 E, ma ọ ga-eru na mgbe ha

15*a* NGAN Okwu nke Amamihe.
19*a* OznỌd. 3:4. NGAN Mpako.
20*a* NGAN Abịnadaị.
21*a* Mosa. 12:2; 20:21; 21:13–15; 23:21–23.
22*a* Ọpụ. 20:5; Deut. 6:15; Mosa. 13:13.

ga-ebeku m akwa, a ga m [a]eji
nwayọ nụ akwa ha nile; e, ma
a ga m ekwe ka ndị iro ha ti-
gbuo ha.
25 Ma ma ọbụghị na ha che-
gharịrị n'akwa mkpe na ntụ,
ma bekusie Onye-nwe Chineke
ha akwa ike, [a]a gaghị m anụ
ekpere ha nile, ọbụghị ma m
ga-anapụta ha site na mkpagbu
ha nile, ma otu a ka Onye-nwe
kwuru, ma otu a ka o nyeworo
m n'iwu.
26 Ugbua o wee ruo na mgbe
Abịnadaị gwaworo ha okwu
ndị a ha were oke iwe megide
ya, ma chọọ iwepụ ndụ ya;
ma Onye-nwe napụtara ya site
n'aka ha nile.
27 Ugbua mgbe eze Noa
nụworo maka okwu nile nke
Abịnadaị gwaworo ndị obodo
ahụ, o wekwara oke iwe; ma ọ
sịrị: Onye bụ Abịnadaị, na a ga-
ekpe mụ na ndị m ikpe site
n'aka ya, ma [a]ọbụ onye bụ
Onye-nwe, nke ga-ewetakwasị
ndị m ụdị nnukwu mkpagbu
dị otu a?
28 Enye m gị iwu ịkpọta
Abịnadaị n'ebe a, ka m wee
gbuo ya, n'ihi na o kwuwo ihe
ndị a nile ka o wee kpalite ndị
m n'iwe otu na ibe ya, na ịpalite
esem-okwu n'etiti ndị m; ya
mere a ga m egbu ya.
29 Ugbua anya ndị ahụ [a]kpu-
ru isi; ya mere ha [b]kechịrị
obi ha megide okwu nile nke
Abịnadaị, ma ha chọrọ site
n'oge ahụ gaa n'iru ijide ya. Ma
eze Noa kechịrị obi ya ike
megide okwu nke Onye-nwe,
ma o chegharịghị site na ajọọ-
omume ya nile.

## ISI 12

*E tinyere Abịnadaị n'ụlọ-mkpọrọ n'ihi ibu-amụma mbibi nke ndị ahụ na ọnwụ nke Eze Noa—Ndị nchụ-aja ụgha na-eñomi akwụkwọ-nsọ ma na-eme dịka ha na-edebe iwu nke Moses—Abịnadaị malitere ịkuziri ha Iwu Iri nile. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na mgbe afọ abụọ
gasịrị ka Abịnadaị bịara n'etiti
ha na mgbanwe ụdị, na ha ama-
taghị kwa ya, ma malite ibu-
amụma n'etiti ha, na-asị: Otu a
ka Onye-nwe nyeworo m n'iwu,
na-asị—Abịnadaị, gaa ma buo
amụma nye ndị m, n'ihi na
ha emesịwo obi ha ike megide
okwu m nile; ha echegharịbeghị
n'ajọọ-omume ha nile; ya mere,
a ga m [a]eleta ha n'iwe m, e,
n'oke iwe m dị egwụ ka m ga-
eleta ha n'ajọọ-omume ha nile
na ihe arụ ha nile.
2 E, ahụhụ dịrị ọgbọ nke a! Ma
Onye-nwe sịrị m: Setịpụ aka gị
ma buo-amụma na-asị: Otu a
ka Onye-nwe kwuru, ọ ga-eru
na ọgbọ nke a, n'ihi ajọọ-omu-
me ha nile, a ga-ewebata ha
n'ime [a]ịbụ-oru, ma a ga-eti ha
aka na [b]ntị; e ndị mmadụ ga-
adọkpụrụ ha, ma a ga-egbu
ha; ma udele nile nke ifufe, na

24*a* Maịka 3:4; Mosa. 21:15.
25*a* Aisa. 1:15; 59:2.
27*a* Ọpụ. 5:2; Mosa. 12:13.
29*a* Moses 4:4.
*b* Alma 33:20; Ita 11:13.
**12** 1*a* Aisa. 65:6.
2*a* Mosa. 11:21; 20:21; 21:13–15; 23:21–23.
*b* Mosa. 21:3–4.

nkịta nile, e, na anụ ọhịa nile,
ga-erichapụ anụ ha.
3 Ma ọ ga-eru na [a]ndụ nke eze
Noa ka a ga-atụle uru ya ọbụna
dịka uwe mwụda dị n’ime [b]o-
kporo oke ọkụ; n’ihi na ọ ga-
amata na m bụ Onye-nwe.
4 Ma ọ ga-eru na m ga-eti ndị
nke m a ihe otiti site na nsogbu
nile siri ike, e, site n’ụnwụ na
site [a]n’ajọọ ọrịa; Ma a ga m
eme ka ha [b]na-eti mkpu ogolo-
go ụbọchị nile.
5 E, ma m ga-eme ka ha nwee
[a]ibu-arọ nile e kedoro n’elu azụ
ha nile, ma a ga-adọkpụrụ ha
na-aga n’iru dịka ịnyịnya dara
ogbu.
6 Ma ọ ga-eru na m ga-eziga
ọkpụrụkpụ ụzụ mmiri n’etiti ha,
ma ọ ga-eti ha ihe otiti; ma a ga-
eti ha otiti ihe nke [a]ikuku ọwụ-
wa anyanwụ, ma [b]ụmụ-ahụhụ
nile ga-enyekwa ala ha nsogbu,
ma richapụ mkpụrụ-akụkụ ha.
7 Ma a ga-eti ha ihe otiti site na
nnukwu ajọọ ọrịa—ma ihe nile
a ka m ga-eme n’ihi [a]ajọọ-omu-
me ha nile na ihe arụ nile.
8 Ma ọ ga-eru na ma ọbụghị na
ha chegharịrị a ga m [a]ebibi ha
kpam kpam site n’elu iru nke
ụwa, ma na ha ga-ahapụ [b]akụ-
kọ-ndekọta n’azụ ha, ma m ga-
echekwa ha maka ndị mba ọzọ
nke ga-enwere ala ahụ, e ọbụna
nke a ka m ga-eme ka m wee
chọpụta ihe arụ nile nke ndị a
nye ndị mba ọzọ nile. Ma ọtụtụ
ihe ka Abịnadaị bụrụ amụma
ha megide ndị a.
9 Ma o wee ruo na-ha were
iwe megide ya; ma ha kpọrọ ya
ma buru ya onye ekere-agbụ
gaa n’iru eze, ma sị eze ahụ: Lee,
anyị akpọtawo otu nwoke n’iru
gị onye buworo amụma ọjọọ
gbasara ndị gị ma sị na Chineke
ga-ebibi ha.
10 Ma o bukwara amụma ọjọọ
gbasara ndụ gị, ma sị na ndụ gị
ga-adị ka uwe dị n’ime okporo
ọkụ.
11 Ma ọzọ, ọ si na Ị ga-adị ka
osisi, ọbụna dịka osisi kpọrọ-
nkụ nke ubi, nke anụ ọhịa nile
kwaturu ma zọgide n’okpuru
ukwu ha.
12 Ma ọzọ, ọ sị na Ị ga-adị ka
ifuru nke osisi kpọrọ-nkụ, nke,
mgbe ọ chara nke ọma, ọbụrụ
na ikụkụ fee, a na-ebufu ya
n’elu ala ahụ. Ma ọ na-eme
dịka Onye-nwe kwuworo ya.
Ma ọ sị na ihe nile a ga-abịa-
kwasị gị ma ọbụghị na iche-
gharịrị, ma nke a n’ihi ajọọ-
omume gị nile.
13 Ma ugbua, O eze, olee oke
ajọọ ihe i meworo, ma-ọbụ ole
oke mmehie ndị gị mehieworo,
na Chineke ga-ama anyị ikpe
ma-ọbụ nwoke nke a ikpe anyị
ikpe?
14 Ma ugbua, O eze, lee, ikpe
amaghị anyị, ma gị, O eze,
emeghị mmehie, ya mere, nwo-
ke nke a ekwuwo okwu ụgha
gbasara gị, ma o buwo amụma
n’efu.
15 Ma lee, anyị siri ike, anyị
agaghị abata n’ịbụ-oru, ma-ọbụ

3*a* Mosa. 12:10.
*b* Mosa. 19:20.
4*a* OznỌd. 97:26.
*b* Mosa. 21:9–10.
5*a* Mosa. 21:3.
6*a* Jer. 18:17;
Mosa. 7:31.
*b* Ọpụ. 10:1–12.
7*a* OznỌd. 3:18.
8*a* Alma 45:9–14.
*b* Mọm 8:14–16.

a dọkpụrụ anyị n'agha site
n'aka ndị iro anyị; e, ma i mewo
nke ọma n'ala ahụ, ma i ga kwa
eme nke ọma.
16 Lee, n'ebe a ka nwoke ahụ
nọ, anyị na-enyefee ya n'aka
gị; i nwere ike iji ya mee ihe
dị gị mma.
17 Ma o wee ruo na eze Noa
mere ka a tụba Abịnadaị n'ime
ụlọ-mkpọrọ; ma o nyere iwu
ka [a]ndị nchụ-aja nile kpọkọta
onwe ha ọnụ ka o wee mee nzu-
kọ ya na ha ihe o ga-eme ya.
18 Ma o wee ruo na ha siri
eze ahụ: Kpọta ya n'ebe a ka
anyị wee jụọ ya ajụjụ; ma eze
ahụ nyere iwu ka a kpọta ya
n'iru ha.
19 Ma ha malitere iju ya ajụjụ,
ka ha wee kpasuo ya iwe ka site
na ya ha wee nweta ihe ha ga-
eji boo ya ebubo; ma na o sara
ha na-atụghị egwu, ma nagide-
chaa ajụjụ ha nile, e, n'ịtụ n'a-
nya ha; n'ihi na ọ [a]nagidechara
ha n'ajụjụ ha nile, ma gbagwo-
juo ha anya n'okwu ha nile.
20 Ma o wee ruo na otu n'ime
ha sịrị ya: Gịnị ka okwu ndị
ahụ nile pụtara nke e deworo,
na nke ndị nna anyị ha kuziwo-
ro, na-asị:
21 [a]Olee otu ịma mma ya siri
dị n'elu ugwu-ukwu nile bụ
ụkwụ abụọ nke onye ahụ na-
ewetara ha ozi nile, nke na-
ekwupụta udo; nke na-eweta
ozi nile nke ihe ọma, nke na-
ekwupụta nzọpụta; nke na-asị
Zaịọn, Chineke Gị na-achị.
22 Ndị-nche gị ga-ewelite olu;
n'otu olu ka ha ga-abụkọta abụ
ọnụ; n'ihi na ha ga-ahụ anya na
anya mgbe Onye-nwe ga-eweta
Zaịọn ọzọ;
23 Tipụ mkpu ọñụ; bụkọtanụ
abụ ọnụ unu mkpọmkpọ ebe
nile nke Jerusalem; n'ihi na
Onye-nwe akasịwo ndị ya obi,
ọ gbapụtawo Jerusalem.
24 Onye-nwe agbawo [a]ogwe-
aka nsọ ya ọtọ n'anya nile nke
mba nile, ma nsọtụ nile nke ụwa
ga-ahụ nzọpụta nke Chineke
anyị?
25 Ma ugbua Abịnadaị wee sị
ha: Unu bụ [a]ndị nchụ-aja, ma
na-eme dịka unu na-akụziri
ndị a, ma n ịghọta mụọ nke ibu-
amụma, ma kwa na-achọ ịmata
n'aka m ihe ihe ndị a pụtara?
26 A sị m unu, ahụhụ dịrị
unu maka iduhie ụzọ nile nke
Onye-nwe! N'ihi na ọbụrụ na
unu ghọtara ihe ndị a nile unu
akụzibeghị ha; ya mere, unu
eduhiewo ụzọ nile nke Onye-
nwe.
27 Unu etinyebeghị obi unu
[a]n'ịghọta; ya mere, unu amata-
beghị ihe. Ya mere, gịnị ka unu
na-akụziri ndị a?
28 Ma ha sịrị: Anyị na-akụzi
iwu nke Moses.
29 Ma ọzọ ọ sịrị ha: O bụrụ na
unu na-akụzi [a]iwu nke Moses
gịnị mere unu adịghị edebe ya?
Gịnị mere unu jiri tinye obi unu
nile n'akụ n'ụba? Gịnị mere unu
jiri na-agba [b]akwụnakwụna ma
na-emefu ume unu n'ahụ ndị

17*a* Mosa. 11:11.
19*a* OznỌd. 100:5–6.
21*a* Aisa. 52:7–10; Nehum 1:15.
24*a* 1 Nif. 22:11.
25*a* Mosa. 11:5.
27*a* NGAN Nghọta.
29*a* NGAN Iwu nke Moses.
*b* NGAN Ịkwa-iko.

akwụnakwụna, e, ma na-eme
ndị a ka ha mee mmehie, nke
mere na Onye-nwe nwere ihe
kpatara o jiri zite m ibu-amụma
megide ndị a, e, ọbụna nnukwu
ajọọ ihe megide ndị a?
30 Unu amataghị na m na-
ekwu ezi-okwu? E, unu matara
na m na-ekwu ezi-okwu; ma
unu kwesịrị ịma jijiji n'iru
Chineke.
31 Ma ọ ga-eru na a ga-eti unu
ihe otiti n'ihi ajọọ-omume unu
nile, n'ihi na unu ekwuwo na
unu na-akụzi iwu nke Moses.
Ma gịnị ka unu matara gbasara
iwu nke Moses? [a]Nzọpụta ọ na-
esi n'iwu Moses bịa? Gịnị ka
unu kwuru?
32 Ma ha zara ma sị na nzọpụ-
ta bịara site n'iwu nke Moses.
33 Mana ugbua Abịnadaị siri
ha: A ma m na ọbụrụ na
unu na-edebe iwu-nsọ nile nke
Chineke a ga-azọpụta unu; e,
ọbụrụ na unu na-edebe iwu-nsọ
nile nke Onye-nwe nyere Moses
n'ugwu nke [a]Saịnaị, na-asị:
34 [a]A bụ m Onye-nwe Chineke
gị, onye [b]kpọpụtaworo gị site
n'ala Ijipt, site n'ụlọ nke ibụ-oru.
35 Ị gaghị enwe [a]Chineke ọzọ
n'iru m.
36 Ị gaghị emere onwe gị arụsị
ọbụla apịrị apị, ma-ọbụ ụdị ihe
ọbụla n'elu-igwe n'elu, ma-ọbụ
ihe ndị dị n'ụwa n'okpuru ya.
37 Ugbua Abịnadaị sịrị ha,
Unu emewo ihe ndị a nile? A sị
m unu, E-e, unu emebeghi ya.
Ma unu [a]akụziworo ndị a na ha
ga-eme ihe nile ndị a? A sị m
unu, E-e, unu e mebeghị ya.

## ISI 13

*E chedoro Abịnadaị site n'ike dị nsọ—O wee kuzie Iwu Iri nile—Nzọpụta anaghị abịa site n'iwu nke Moses nanị—Chineke n'onwe Ya ga-achụ aja mgbaghara mmehie ma gbapụta ndị Ya. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua mgbe eze ahụ nụwo-
ro okwu ndị a nile, ọ gwara ndị
nchụ-aja ya: Kpọpụnụ nwoke
nke a, ma gbuo ya; n'ihi na ọ bụ
gịnị ka anyị nwere iji ya mee,
n'ihi na ọ bụ onye-ara.
2 Ma ha bilitere ma gbalịa ime-
tụ aka ha nile n'arụ ya; mana o
guzogidere ha, ma sị ha:
3 E metụla m aka, n'ihi na
Chineke ga-eti unu ihe otiti ma
ọbụrụ na unu emetụ aka unu
nile n'arụ m, n'ihi na ezibeghị m
ozi ahụ nke Onye-nwe zitara m
izi; ọbụghị ma m agwawo unu
ihe ahụ unu [a]rịọrọ ka m kwuo;
ya mere, Chineke agaghị ekwe
na a ga-ebibi m n'oge dị ugbua.
4 Mana a ga m emezurịrị iwu-
nsọ nile ndị nke Chineke nye-
woro m; ma n'ihi na a gwawo m
unu ezi-okwu unu na-ewere m
iwe. Ma ọzọ, n'ihi na e kwuwo
m okwu nke Chineke unu ekpe-
wo m ikpe na m bụ onye-ara.
5 Ugbua o wee ruo na mgbe
Abịnadaị kwuworo okwu ndị
a nile na ndị nke eze Noa

31*a* Mosa. 3:15; 13:27–32; Alma 25:16.
33*a* Ọpụ. 19:9, 16–20; Mosa. 13:5.
34*a* Ọpụ. 20:2–4.
*b* Ọpụ. 12:51; 1 Nif. 17:40; Mosa. 7:19.
35*a* Hosea 13:4. NGAN Ife Arụsị.
37*a* Mosa. 13:25–26.
**13** 3*a* Mosa. 12:20–24.

anwaghị anwa imetụ aka ha
nile n'arụ ya, n'ihi na Mụọ nke
Onye-nwe nọ n'arụ ya; ma iru
ya [a]nwuru n'ìhè karịrị akarị,
ọbụna dịka nke Moses nwuru
mgbe ọ nọ n'ugwu Saịnaị,
mgbe ọ na-ekwu okwu ya na
Onye-nwe.
6 Ma o kwuru okwu [a]n'ike
na ikike sitere na Chineke, ma
o gara n'iru n'okwu ya nile,
na-asị:
7 Unu ahụwo na unu enweghị
ike igbu m, ya mere e zichawo
m ozi m. E, ma a hụrụ m na
o [a]gbuwara unu ruo n'obi unu
nile n'ihi na a gwara m unu
ezi-okwu gbasara ajọọ-omume
unu nile.
8 E, ma okwu m nile mejupụ-
tara unu n'ebube na ịtụ-n'anya,
na tinyere iwe.
9 Mana e zichala m ozi m; ma
mgbe ahụ ọ dịghị kwa mkpa ebe
m na-aga, ma ọbụrụ na a zọpụ-
tawo m.
10 Mana ihe ole ndị a ka m
gwara unu, ihe unu jiri m mee,
mgbe nke a gasịrị, ga-adị ka
[a]ụdị na onyinyo nke ihe ndị
nke ga-abịa.
11 Ma ugbua a na m agụrụ
unu nke fọdụrụ [a]n'iwu-nsọ nile
nke Chineke, n'ihi na a hụrụ m
na e deghị ha n'obi unu nile;
A hụrụ m na unu amụwo ma
kuzie ajọọ-omume n'oge kacha-
sị na ndụ unu nile.
12 Ma ugbua, unu cheta na
m sịrị unu: Unu agaghị emere
onwe unu arụsị ọbụla a pịrị-
apị, ma-ọbụ oyiyi nke ihe ọbụla
nke dị n'elu-igwe n'elu ma-ọbụ
nke ihe nile dị n'ụwa n'okpuru
ya, ma-ọbụ nke dị na mmiri
n'okpuru ụwa.
13 Ma ọzọ: Unu agaghị akpọ-
isi-ala nye ha, ma-ọbụ jeere ha
ozi; n'ihi na mụ bụ Onye-nwe
Chineke gị a bụ m Chineke
ekworo, na-eleta ajọọ-omume
nke ndị nna n'arụ ụmụ ha, ruo
n'ọgbọ nke atọ na nke anọ nke
ndị na-akpọ m asị;
14 Ma na-emere ọtụtụ puku
ebere nke ndị na-ahụ m n'anya
ma na-edebe iwu-nsọ m nile.
15 Unu agaghị ewere aha
Onye-nwe Chineke unu n'ihe
efu; n'ihi na Onye-nwe agaghị
agụ ya onye-ikpe-na-amaghị nke
na-ewere aha ya n'ihe efu.
16 Cheta [a]ụbọchị izu-ike, ide-
be ya nsọ.
17 Ụbọchị isii ka unu ga-arụ
ọrụ, ma mee ọrụ unu nile;
18 Ma na ụbọchị nke asaa,
ụbọchị izu-ike nke Onye-nwe
Chineke gị, Ị gaghị arụ ọrụ
ọbụla, gị, ma-ọbụ nwa gị nwo-
ke, ma-ọbụ nwa gị nwanyị, oru
gị nwoke, ma-ọbụ oru-gị-nwa-
nyị, ma-ọbụ igwe ehi gị, ma-
ọbụ ọbịa gị nke nọ n'ime ọnụ-
ụzọ ama gị nile.
19 N'ihi na [a]n'ụbọchị isii Onye-
nwe kere elu-igwe na ụwa, ma
osimiri, ma ihe nile dị n'ime ha;
ya mere Onye-nwe gọziri ụbọ-
chị-izu-ike, ma doo ya nsọ.
20 [a]Sọpụrụ nna gị na nne gị,
ka ụbọchị gị nile wee dị ogolo-
go n'elu ala ahụ nke Onye-nwe
Chineke gị na-enye gị.

5*a* Ọpụ. 34:29–35.
6*a* ngan Ike.
7*a* 1 Nif. 16:2.
10*a* Mosa. 17:13–19; Alma 25:10.
11*a* Ọpụ. 20:1–17.
16*a* ngan Ụbọchị Izu-ike.
19*a* Jen. 1:31.
20*a* Mak. 7:10.

21 Ị gaghị [a]egbu mmadụ.
22 Ị gaghị [a]akwa iko. Ị gaghị
[b]ezu ori.
23 Ị gaghị [a]agba ama ụgha me-
gide onye-agbata-obi gị.
24 Ị gaghị enwe [a]anya-ukwu
n'ụlọ onye-agbata-obi gị, Ị gaghị
enwe anya-ukwu n'arụ nwunye
onye-agbata-obi gị, ma-ọbụ oru
ya nwoke, ma-ọbụ oru ya nwa-
nyị, ma-ọbụ oke ehi ya, ma-ọbụ
anụ dịka ịnyịnya ya, ma-ọbụ
ihe ọbụla nke bụ nke onye-
agbata-obi gị.
25 Ma o wee ruo na mgbe Abị-
nadaị bịaworo na ngwụcha nke
okwu ndị a nile na ọ sịrị ha:
Unu akụziworo ndị a na ha ga-
achọsike ime ihe nile ndị a ka ha
wee debe iwu-nsọ ndị a nile?
26 A sị m unu, E-e; n'ihi na
ọbụrụ na unu emewo ya, Onye-
nwe agaraghị eme ka m bịarute
ma buo-amụma ọjọọ gbasara
ndị a.
27 Ma ugbua unu asịwo na
nzọpụta na-abịa site n'iwu nke
Moses. A sị m unu na ọ dị
mkpa na unu ga-edebe [a]iwu
nke Moses ugbua; mana a sị m
unu, na oge ahụ ga-abịa mgbe ọ
[b]na-agaghị adị kwa mkpa idebe
iwu nke Moses.
28 Ma nke ka nke, a sị m unu,
na [a]nzọpụta anaghị abịa site
[b]n'iwu ahụ nanị, ma asịna
ọbụghị maka [c]aja mgbaghara
mmehie ahụ, nke Chineke n'o-
nwe Ya ga-achụ maka mmehie
nile na ajọọ-omume nile nke
ndị ya, na ha agaghị agbanarị
ịlarịrị n'iyi, na-agbanyeghị iwu
nke Moses.
29 Ma ugbua a sị m unu na
ọ dịịrị mkpa na a ga-enwe iwu
e nyere ụmụ Israel, e, ọbụna
[a]iwu siri ezigbo ike; n'ihi na
ha bụụrụ ndị na-akpọ-ekwe-
nkụ, na-eme ajọọ-omume [b]ọsọ-
ọsọ, ma na-eji nwayọ echeta
Onye-nwe Chineke ha;
30 Ya mere o nwere [a]iwu e nye-
re ha, e, iwu nke ime ihe nile na
nke [b]emume-nsọ nile, iwu nke
ha ga [c]na-edebesi-ike site n'ụ-
bọchị ruo n'ụbọchị, idebe ha na
ncheta nke Chineke na ọrụ ha
n'ebe ọ nọ.
31 Mana lee, a sị m unu, na ihe
nile ndị a bụ [a]oyiyi nke ihe nile
ga-abịa.
32 Ma ugbua, ha ghọtara iwu
ahụ? A sị m unu, E-e, ha nile
aghọtaghị iwu ahụ; ma nke a
n'ihi isi-ike nke obi ha nile; n'ihi
na ha aghọtaghị na o nweghị
onye ọbụla a ga-azọpụta [a]ma
ọbụghị na o sitere na mgbapụta
nke Chineke.
33 N'ihi na lee, Moses obughị
amụma nye ha gbasara ọbịbịa
nke Mesaịa ahụ, ma na Chineke

21*a* Mat. 5:21–22; OznỌd. 42:18. NGAN Igbu-mmadụ.
22*a* NGAN Ịkwa-iko.
*b* NGAN Izu-ori, Ori.
23*a* Ilu 24:28. NGAN Ghaa-ụgha.
24*a* NGAN Anya-ukwu.
27*a* NGAN Iwu nke Moses.
*b* 3 Nif. 9:19–20; 15:4–5.
28*a* Ndị-Gal. 2:16. NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta; Nzọpụta.
*b* Ndị-Gal. 2:21; Mosa. 3:14–15; Alma 25:15–16.
*c* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
29*a* Josh. 1:7–8.
*b* Alma 46:8.
30*a* Ọpụ. 20.
*b* NGAN Emume-nsọ nile.
*c* Jekọb 4:5.
31*a* Mosa. 16:14; Alma 25:15. NGAN Àkàrá.
32*a* 2 Nif. 25:23–25.

ga-agbapụta ndị ya? E, ma
ọbụna [a]ndị-amụma nile ndị bu-
woro amụma site na mgbe ụwa
malitere—ha ekwubeghị karịa
ma-ọbụ nke ka ntakịrị gbasara
ihe ndị a?
34 Ha ekwubeghị na [a]Chineke
n'onwe ya ga-arịdata n'etiti
ụmụ nke mmadụ, ma wekwasị
onwe ya ụdị nke mmadụ, ma
gaa n'ịrụ n'ike dị ukwuu n'elu
iru nke ụwa?
35 E, ma ha asịbeghị kwa na ọ
ga-eweta [a]mbilite n'ọnwụ nke
ndị nwụrụ anwụ, ma na, ya,
n'onwe ya, ka a ga-emegide ma
kpagbuo?

## ISI 14

*Aịsaịa wee kwuo dịka Mesaịa—Mweda-ala Mesaịa ahụ na ahụhụ nile ka a kọwasịworo—Ọ wee mee mkpụrụ-obi ya ihe ịchụ-aja nke mmehie ma na-arịọrọ ndị mmehie arịrịọ—Tulee Aịsaịa isi 53. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

E, ỌBỤNA ọbụghị Aịsaịa siri:
Onye kwereworo akụkọ anyị,
ma onye ka e kpugheere ogwe-
aka nke Onye-nwe?
2 N'ihi na ọ ga-etolite n'iru ya
dịka osisi dị nro, na dịka mgbọ-
rọgwụ sitere n'ala kpọrọ nkụ;
o nweghị ụdị ma-ọbụ mma-ile-
anya; ma mgbe anyị ga-ahụ ya
ọdịghị mma ile anya nke ga-eme
ka anyị chọọ ya.
3 Eledara ya anya ma ndị
mmadụ jụrụ ya ajụ; otu nwoke
nke jupụtara na mwute, na ịkwa-
arịrị amarawo ya arụ; ma anyị
zoro dịka o siri dị iru anyị nile
site n'ebe ọ nọ; eledara ya anya,
ma anyị akpọghị ya mmadụ.
4 N'ezie o [a]buruwo [b]arịrị anyị
nile, ma buru mwute anyị nile;
ma na anyị weere ya dịka onye
e meriri emeri, onye Chineke
tiri otiti-ihe, ma kpagbuo ya.
5 Mana e merụrụ ya arụ n'ihi
[a]njehie anyị nile, e tirụrụ ya arụ
n'ihi ajọọ-omume anyị nile; ịta
nnukwu ahụhụ nke udo anyị dị
n'isi ya, ma n'ihi ụfụ arụ ya a
[b]gwọwo anyị.
6 Anyị nile, dịka [a]atụrụ, akpa-
fuwo; anyị atụgharịwo onye
ọbụla n'ụzọ nke onwe ya, ma
Onye-nwe atụkwasịwo n'elu
onwe ya ajọọ-omume nile nke
anyị nile.
7 A chịrị ya ọchịchị-aka-ike,
ma e nyere ya mkpagbu, mana
[a]ọ sagheghị ọnụ ya; a kpọtara ya
dịka [b]nwa-atụrụ jee n'ụlọ ogbu-
gbu, ma dịka atụrụ n'iru ndị
na-akpụcha ya ajị, dara ogbu,
ya mere ọ sagheghị ọnụ ya.
8 A kpọpụtara ya site n'ụlọ-
mkpọrọ na site n'ikpe-ikpe; ma
onye ga-ekwupụta ọgbọ ya?
N'ihi na e kewapụrụ ya site
n'ala nke ndị dị ndụ; n'ihi
njehie nile nke ndị m ka e jiri
tigbuo ya.
9 Ma o mere ili ya ya na ndị

33*a* 1 Nif. 10:5;
Jekọb 4:4; 7:11.
34*a* Mosa. 7:27; 15:1–3.
NGAN Chineke,
Chi-ukwu.
35*a* Aisa. 26:19;
2 Nif. 2:8.

**14** 4*a* Alma 7:11–12.
*b* Mat. 8:17.
5*a* Mosa. 15:9;
Alma 11:40.
*b* 1 Pita 2:24–25.
6*a* Mat. 9:36;
2 Nif. 28:14;
Alma 5:37.
7*a* Mak. 15:3.
NGAN Jisus Kraịst.
*b* NGAN Nwa-atụrụ
nke Chineke;
Ngabiga.

ajọọ-omume, ma ya na [a]ndị
ọgaranya n'ọnwụ ya; n'ihi na
o mebeghị [b]njọ ọbụla, ọbụghị
ma o nwere aghụghọ ọbụla dị
n'ọnụ ya.
10 Mana ọ masịrị Onye-nwe
itirụ ya arụ; o tinyewo ya na
mwute; mgbe ị ga-eme mkpụ-
rụ-obi ya ihe nchụ-aja maka
mmehie ọ ga-ahụ [a]mkpụrụ-afọ
ya, ọ ga-agbatị ụbọchị ya nile
ogologo, ma mmasị nke Onye-
nwe ga-eme nke-ọma n'aka ya.
11 Ọ ga-ahụ nrụsi-ọrụ-ike nke
mkpụrụ-obi ya, ma ọ ga-enwe
afọ-ojuju; site n'ọmụma ya ka
nwa-oru m na-eme ezi-omume
ga-ekpepụta ọtụtụ; n'ihi na ọ
[a]ga-eburu ajọọ-omume ha nile.
12 Ya mere a ga m ekenye ya
oke ya na ndị dị ukwuu, ma ọ
ga-eke ngwo-ngwo agha ahụ ya
na ndị siri ike; n'ihi na ọ wụpụ-
tawo mkpụrụ-obi ya ruo ọnwụ;
ma a gụnyere ya na ndị njehie;
ma o buuru mmehie nke ọtụtụ,
ma [a]rịọọrọ ndị njehie arịrịọ.

## ISI 15

*Otu Kraịst siri bụrụ Nna na Ọkpara—Ọ ga-arịọchịte arịrịọ ma buru njehie nile nke ndị ya—Ha na ndị-amụma nile dị nsọ bụ mkpụrụ afọ ya—Ọ na-eweta na mmezu Mbilite-n'ọnwụ ahụ—Ụmụntakịrị nwere ndụ ebighi-ebi. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua Abịnadaị sịrị ha: Ọ
dị m ka unu ghọta na [a]Chineke
n'onwe ya ga-arịdata n'etiti
ụmụ nke mmadụ, ma ọ [b]ga-
agbapụta ndị ya.
2 Ma n'ihi na ọ [a]na-ebi n'anụ-
arụ a ga-akpọ ya Ọkpara nke
Chineke, ma ebe o debeworo
anụ arụ ahụ n'okpuru nke ọchị-
chọ nke [b]Nna ahụ, ebe ọ bụ Nna
na Ọkpara ahụ—
3 Nna ahụ, [a]n'ihi na a [b]tụrụ ime
ya site n'ike Chineke; na Ọkpa-
ra ahụ, n'ihi anụ-arụ; otu a wee
ghọọ Nna ahụ na Ọkpara—
4 Ma ha bụ [a]otu Chineke, e,
[b]Nna nke mgbe [c]Ebighi-ebi ahụ
n'ezie nke elu-igwe na nke ụwa.
5 Ma otu a anụ-arụ ebe ọ ghọ-
rọ ihe dị n'okpuru Mụọ, ma-ọbụ
Ọkpara ahụ nye Nna, ebe ọ bụ
otu Chineke, [a]tara ahụhụ ọnwụ-
nwa, ma ọ dabaghị n'ọnwụnwa
ahụ, kama ọ hapụrụ onwe ya ka
akwa ya emu, ma [b]pịa ya ụtarị,
ma chụpụ ya, ma ndị ya [c]ajụ ya.
6 Ma mgbe ihe nile ndị a gasị-
rị, mgbe ọ rụsịrị ọrụ-ebube nile
n'etiti ụmụ nke mmadụ, a ga-
eduru ya, e, ọbụna [a]dịka Aịsaịa

9*a* Mat. 27:57–60; Mak. 15:27, 43–46. NGAN Josef nke Arimatia.
*b* Jọn 19:4.
10*a* Mosa. 15:10–13.
11*a* Lev. 16:21–22; 1 Pita 3:18; OznỌd. 19:16–19.
12*a* 2 Nif. 2:9; Mosa. 15:8; Moro. 7:27–28.
**15** 1*a* 1 Tim. 3:16; Mosa. 13:33–34. NGAN Jisus Kraịst.
*b* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
2*a* Mosa. 3:5; 7:27; Alma 7:9–13.
*b* Aisa. 64:8; Jọn 10:30; 14:8–10; Mosa. 5:7; Alma 11:38–39; Ita 3:14.
3*a* OznỌd. 93:4.
*b* Luk 1:31–33; Mosa. 3:8–9; Alma 7:10; 3 Nif. 1:14.
4*a* Deut. 6:4; Jọn 17:20–23. NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*b* Mosa. 3:8; Hil. 14:12; 3 Nif. 9:15; Ita 4:7.
*c* Alma 11:39.
5*a* Luk 4:2; Ndị-Hib 4:14–15.
*b* Jọn 19:1.
*c* Mak. 8:31; Luk 17:25.
6*a* Aisa. 53:7.

kwuru, dịka atụrụ n'iru onye
na-akpụcha ya ajị dara ogbu,
otu a ka ọ [b]na-asagheghị ọnụ ya.
7 E, ọbụna otu a a ga-eduru
ya, [a]kpọgide ya n'obe, ma gbuo
ya, anụ-arụ ahụ abụrụ ihe eme-
re ka ọ dị n'okpuru ọbụna ruo
ọnwụ, [b]ọchịchọ nke Ọkpara ahụ
abụrụ ihe elomiri n'ime ọchịchọ
nke Nna ahụ.
8 Ma otu a Chineke wee dọbie
[a]agbụ nile nke ọnwụ, ebe o [b]me-
riworo ọnwụ; wee nye Ọkpara
ahụ ike ịrịọ [c]arịrịọ maka ụmụ
nke mmadụ —
9 Ebe ọ rigoroworo n'elu-igwe,
ebe o nwere afọ nile nke ebere;
ebe o jupụtara n'ọmiko n'ebe
ụmụ nke mmadụ nọ; ebe ọ nọ
n'etiti ha na ikpe-zịrị-ezi; ebe ọ
dọbiworo agbụ nile nke ọnwụ,
ebe o wereworo n'isi [a]onwe ya
ajọọ-omume ha na njehie ha
nile, ebe ọ gbapụtaworo ha, ma
[b]metazuo ihe nile ikpe zịrị-ezi
chọrọ.
10 Ma ugbua a sị m unu, onye
ga-ekwupụta ọgbọ ya? Lee, a
sị m unu, na mgbe e jiworo
mkpụrụ-obi ya mee ihe-nchụ-
aja nke mmehie ọ ga-ahụ
[a]mkpụrụ-afọ ya. Ma ugbua
gịnị ka unu kwuru? Ma onye
ga-abụ mkpụrụ-afọ ya?
11 Lee a sị m unu, na onye
ọbụla nụworo okwu nile nke
[a]ndị-amụma nile, e, ndị-amụ-
ma nile dị nsọ ndị buworo
amụma gbasara ọbịbịa nke
Onye-nwe — A sị m unu, na ndị
nile ñaworo ntị n'okwu ha nile,
ma kwere na Onye-nwe ga-
agbapụta ndị ya, ma lekwasịwo
anya n'ụbọchị ahụ maka nsa-
chapụ nke mmehie ha nile, A sị
m unu, na ndị a bụ mkpụrụ-afọ
ya ma-ọbụ ndị nketa nke [b]ala-
eze Chineke.
12 N'ihi na ndị a bụ ndị ahụ [a]o
buruworo mmehie ha nile; ndị
a bụ ndị ahụ ọ nwụworo n'ihi
ha, ịgbapụta ha site na njehie
ha nile. Ma ugbua, ha abụghị
mkpụrụ-afọ ya?
13 E, ma ndị-amụma ha abụ-
ghị, onye ọbụla nke megheworo
ọnụ ya ibu-amụma, nke na-ada-
babeghị n'ime njehie, a na m
ekwu maka ndị-amụma nile dị
nsọ site na mgbe ụwa malitere?
A sị m unu na ha bụ mkpụrụ-
afọ ya.
14 Ma ndị a bụ ha ndị [a]kwu-
pụtaworo udo, ndị wetaworo
ozi nile nke ihe ọma, ndị kwu-
pụtaworo nzọpụta; ma sị Zaịọn:
Chineke gị na-achị!
15 Ma O lee otu ịma-mma n'elu
ugwu-ukwu nile ka ọba-ụkwụ
ha dị!
16 Ma ọzọ lee otu ịma-mma
n'elu ugwu-ukwu nile ka ọba

6*b* Luk 23:9; Jọn 19:9; Mosa. 14:7.
7*a* NGAN Mkpọgide n'Obe.
*b* Luk 22:42; Jọn 6:38; 3 Nif. 11:11.
8*a* Mosa. 16:7; Alma 22:14.
*b* Hosea 13:14; 1 Ndị-Kọ 15:55–57.
*c* 2 Nif. 2:9.
9*a* Aisa. 53; Mosa. 14:5–12.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
10*a* Aisa. 53:10; Mosa. 5:7; 27:25; Moro. 7:19.
11*a* OznỌd. 84:36–38.
*b* NGAN Ala-eze Chineke ma-ọbụ Ala-eze Elu-igwe; Nzọpụta.
12*a* Mosa. 14:12; Alma 7:13; 11:40–41.
14*a* Aisa. 52:7; Ndi Rom 10:15; 1 Nif. 13:37; Mosa. 12:21–24. NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma.

ukwu nke ndị ahụ ka na-ekwu-
pụta udo dị!
17 Ma ọzọ, lee otu ịma-mma
n'elu ugwu-ukwu nile ka ọba
ụkwụ nke ndị ga-ekwupụta
udo ma emesịa dị, e, site n'oge
a ga n'iru ruo na mgbe nile!
18 Ma lee, A sị m unu, nke a
abụghị ihe nile. N'ihi na O lee
ịma-mma n'elu ugwu-ukwu
nile ka [a]ọba-ụkwụ ya nile
dị nke na-eweta ozi nile, nke
bụ onye-nchọpụta nke [b]udo, e,
ọbụna Onye-nwe, onye gbapụ-
taworo ndị ya; e, ya onye nye-
woro ndị ya nzọpụta;
19 N'ihi na asị na ọbụghị
maka mgbapụta nke O meworo
nye ndị ya, nke a kwadoro site
na [a]ntọ-ala nke ụwa, A sị m
unu, asị na ọbụghị maka nke a,
ụmụ mmadụ nile gaara [b]alawọ-
rịị n'iyi.
20 Ma lee, agbụ nile nke ọnwụ
ka a ga-adọbi, ma Ọkpara ahụ
na-achị, ma o nwere ike n'ebe
ndị nwụrụ-anwụ nọ; ya mere, ọ
na-eweta na mmezu mbilite
n'ọnwụ nke ndị nwụrụ-anwụ.
21 Ma mbilite n'ọnwụ na-abịa,
ọbụna [a]mbilite n'ọnwụ nke
mbụ; e, ọbụna mbilite n'ọnwụ
nke ndị biworọrịị, na ndị bị,
na ndị ga-ebi, ọbụna ruo na
mbilite n'ọnwụ nke Kraịst—
n'ihi na otu a ka a ga-akpọ ya.
22 Ma ugbua, mbilite n'ọnwụ
nke ndị-amụma nile, na ndị nile
nke kweworo n'okwu ha nile,
ma-ọbụ ndị nile nke debeworo
iwu-nsọ nile nke Chineke, ga-
apụta na mbilite n'ọnwụ nke
mbụ; ya mere, ha bụ mbilite
n'ọnwụ nke mbụ.
23 A kpọlitere ha [a]ibinyere
Chineke onye gbapụtaworo ha;
otu a ha nwere ndụ ebighi-ebi
site na Kraịst, onye [b]dọbiworo
agbụ nile nke ọnwụ.
24 Ma ndị a bụ ndị ahụ ketara
oke na mbilite n'ọnwụ nke mbụ;
ma ndị a bụ ndị ahụ nke nwụ-
worọrịị tutu Kraịst abịa, n'a-
maghị-ama ha, na-enwetaghị
[a]nzọpụta e kwupụtara nye ha.
Ma otu a Onye-nwe na-eweta
mweghachi nke ndị a; ma ha
nwere oke na mbilite n'ọnwụ
nke mbụ, ma-ọbụ nwere ndụ-
ebighi-ebi, ebe Onye-nwe gba-
pụtara ha.
25 Ma [a]ụmụtakịrị kwa nwere
ndụ ebighi-ebi.
26 Ma lee, ma [a]tụọ egwụ, ma
ma-jijiji n'iru Chineke, n'ihi na
unu kwesịrị ịma-jijiji; n'ihi na
Onye-nwe adịghị agbapụta otu
n'ime ndị [b]na-enupu isi megide
ya ma [c]nwụọ n'ime mmehie ha
nile; e, ọbụna ndị nile ahụ la-
worọrịị n'iyi n'ime mmehie ha
nile site na mgbe ụwa malitere,
ndị siteworo na mkpachara-
anya nupu-isi megide Chineke,
ndị mataworọrịị iwu-nsọ nile
nke Chineke, ma ha anaghị

18*a* 3 Nif. 20:40;
OznỌd. 128:19.
*b* Jọn 16:33.
NGAN Udo.
19*a* Mosa. 4:6.
*b* 2 Nif. 9:6–13.
21*a* Alma 40:16–21.
23*a* Abụọma 24:3–4;
1 Nif. 15:33–36;
OznỌd. 76:50–70.
*b* NGAN Ọnwụ nke
Arụ.
24*a* 2 Nif. 9:25–26;
OznỌd. 137:7.
25*a* OznỌd. 29:46; 137:10.
NGAN Nzọpụta—
Nzọpụta nke
Ụmụ-ntakịrị.
26*a* Deut. 5:29;
Jekọb 6:9.
*b* 1 Nif. 2:21–24.
*c* Ezik. 18:26;
1 Nif. 15:32–33;
Moro. 10:26.

edebe ha; [d]ndị a bụ ndị [e]na-enweghị-oke na mbilite n'ọnwụ nke mbụ.
27 Ya mere ọ bụ na unu ekwe-
sịghị ịma-jijiji? N'ihi na nzọpụta anaghị abịara onye dị otu a; n'ihi na Onye-nwe agbapụtabeghị onye dị otu a; e, ọbụghị ma Onye-nwe o nwere ike ịgbapụta ndị di otu a; n'ihi na ọ gaghị agọnarị onwe ya; n'ihi na ọ gaghị agọnarị [a]ikpe zịrị-ezi mgbe o na-emezu mkpebi ya.
28 Ma ugbua a sị m unu na
oge ahụ ga-abịa na nzọpụta nke Onye-nwe ka a [a]ga-ekwupụta nye mba, ebo, asụsụ, na mmadụ nile.
29 E, Onye-nwe, [a]ndị-nche gị
ga-ewelite olu ha; n'otu olu ka ha ga-abụkọta abụ ọnụ; n'ihi na ha ga-ahụ anya na anya, mgbe Onye-nwe ga-eweta Zaịọn ọzọ.
30 Tịpụ mkpu ọñụ, bụkọtanụ
abụ ọnụ, unu mkpomkpo ebe nile nke Jerusalem; n'ihi na Onye-nwe akasịwo ndị ya obi, ọ gbapụtawo Jerusalem.
31 Onye-nwe agbawo ogwe-
aka nsọ ya ọtọ n'anya nile nke mba nile; ma nsọtụ nile nke ụwa ga-ahụ nzọpụta nke Chineke anyị.

## ISI 16

*Chineke na-agbapụta ndị mmadụ site n'ọnọdụ ofufu na ọdịda ha—Ndị nọ n'anụ-arụ n'anọgide dịka ọdịghị mgbapụta dị—Kraịst na-eweta na mmezu mbilite n'ọnwụ ruo ndụ agwụgh-agwụ ma-ọbụ ọmụma-ikpe agwụgh-agwụ. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua, o wee ruo na mgbe
Abịnadaị kwuworo okwu ndị a o setịpụrụ aka ya ma sị: Oge ga-abịa mgbe ndị nile ga-ahụ [a]nzọpụta nke Onye-nwe ahụ; mgbe mba nile, ebo, asụsụ, na ndị mmadụ ga-ahụ anya na anya ma [b]ga-ekwupụta n'iru Chineke na ikpe ya nile zịrị ezi.
2 Ma mgbe ahụ ka a [a]ga-achụ-
pụ ndị ajọọ-omume nile, ma ha ga-enwe ihe ga-akpatara ha itimkpu, na [b]ịkwa-akwa, na ịkwaarịrị, na ịta ikikere-eze; ma nke a n'ihi na ha ekweghị ịña-ntị n'olu nke Onye-nwe; ya mere Onye-nwe agaghị agbapụta ha.
3 N'ihi na ha bụ nke [a]anụ arụ
na-eso ekwensu, ma [b]ekwensu ahụ nwere ike n'aru ha; e, ọbụna agwọ ochie ahụ nke [c]ghọgburu nne na nna mbụ anyị, nke bụ ihe kpatara [d]ọdịda ha, nke mere mmadụ nile jiri ghọọ nke anụ-arụ; nke mmetụta, ndị na-eso ekwensu, [e]na-ama ihe ọjọọ site n'ihe-ọma, na-ewere onwe ha nye ekwensu ahụ.
4 Otu a mmadụ nile [a]furu efu,
ma lee, ha gararịị efu n'enweghị

26*d* Alma 40:19.
*e* OznỌd. 76:81–86.
27*a* Alma 34:15–16; 42:1.
28*a* NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma.
29*a* NGAN Nche, Ndị-nche.
**16** 1*a* NGAN Nzọpụta.
*b* Mosa. 27:31.
2*a* OznỌd. 63:53–54.
*b* Mat. 13:41–42; Luk 13:28; Alma 40:13.
3*a* Ndị-Gal. 5:16–25; Mosa. 3:19. NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
*b* 2 Nif. 9:8–9. NGAN Ekwensu.
*c* Jen. 3:1–13; Moses 4:5–19.
*d* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*e* 2 Nif. 2:17–18, 22–26.
4*a* Alma 42:6–14.

nsọtụ ma ọbụghị na Chineke
gbapụtara ndị ya site n'ọnọdụ
ofufu na ọdịda ha.
5 Ma cheta na Onye nke na
anọgide n'ọnọdụ [a]anụ arụ nke
onwe ya, ma gaa n'iru n'ụzọ ni-
le nke mmehie na nnupụ-isi
megide Chineke, ga-anọgide
n'ọnọdụ ọdịda ya ma ekwensu
ahụ nwere ike nile n'arụ ya. Ya
mere, ọ nọ dịka a ga-asị na
enweghị [b]mgbapụta e mere, ebe
ọ bụ onye-iro nye Chineke; na
kwa ekwensu bụ onye-iro nye
Chineke.
6 Ma ugbua ọbụrụ na Kraịst
abịaghị n'ime ụwa, na-ekwu
maka ihe ndị ga-abịa [a]dịka a ga-
asị na ha abịawọrịị, a garaghị
enwe mgbapụta.
7 Ma ọbụrụ na Kraịst esịghị
na ndị nwụrụ-anwụ bilie, ma-
ọbụ dobisie agbụ nile nke
ọnwụ ka ili ghara inwe mmeri,
ma na ọnwụ ekwesịghị inwe
[a]ihe ọgbụgba, agaraghị enwe
mbilite n'ọnwụ.
8 Mana e nwere [a]mbilite n'ọ-
nwụ, ya mere ili enweghị mme-
ri, ma ihe ọgbụgba nke [b]ọnwụ
ka e loro n'ime Kraịst.
9 Ọ bụ [a]ìhè ahụ na ndụ ahụ
nke ụwa; e, ìhè nke agwụgh-
agwụ, nke na-enweghị ike ime
ka o jie oji; e, na kwa ndụ nke
agwụgh-agwụ, ka a ghara inwe
ọnwụ ọzọ.
10 Ọbụna arụ a na-anwụ-
anwụ ga-eyịkwasị [a]anwụghị-
anwụ, ma ire ure a ga eyịkwasị
ereghi ere, ma a ga-eweta ya
ka o [b]guzoro n'iru oche-ikpe
nke Chineke, ka o [c]kpee ya ikpe
dịka ọrụ ha nile ma ha dị mma
ma-ọbụ ma ha dị njọ—
11 Ọbụrụ na ha dị mma, ruo
na mbilite n'ọnwụ nke [a]ndụ
agwụgh-agwụ na añụrị; na-
ọbụrụ na ha di njọ, ruo na
mbilite n'ọnwụ nke [b]amam-ikpe
agwụgh-agwụ, ebe e nyefere
ya ekwensu ahụ, onye debe-
woro ha n'okpuru ya, nke bụ
ọmụma-ikpe—
12 Ebe ha gaworo dịka uche
na ọchịchọ nke anụ-arụ onwe
ha, ebe na-enwebeghị mgbe ha
kpọkụru Onye-nwe n'oge e
setịpụrụ aka nke [a]ebere nile
n'ebe ha nọ; n'ihi na e setịpụrụ
aka ebere nile n'ebe ha nọ,
ma ha anabataghị; ha, ebe a
dọrọ ha aka na ntị maka ajọọ-
omume ha nile ma na ha enwe-
ghị ike iwezuga onwe ha site
na ha; ma e nyere ha iwu iche-
gharị ma na ha enweghị ike
ichegharị.
13 Ma ugbua, o kwesịghị ka
unu maa-jijiji ma chegharịa site

5*a* Alma 41:11.
NGAN Nke Anụ Arụ.
*b* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
6*a* Mosa. 3:13.
7*a* Hosea 13:14; Mosa. 15:8, 20.
8*a* Alma 42:15.
NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*b* Aisa. 25:8; 1 Ndị-Kọ 15:54–55; Mọm 7:5.
9*a* OznỌd. 88:5–13.
NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
10*a* Alma 40:2.
NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*c* Alma 41:3–6.
11*a* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
*b* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
12*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.

na mmehie unu nile, ma cheta
na nanị n'ime na site na Kraịst
ka unu ga-enwe nzọpụta?
14 Ya mere ọbụrụ na unu na-
akụzi [a]iwu nke Moses, kuzie
kwa na ọ bụ onyinyo nke ihe
ndị ahụ nke ga-abịa—
15 Kuziere ha na mgbapụta
na-abịa site na Kraịst Onye-
nwe, onye bụ [a]Nna nke Ebighi-
ebi ahụ. Amen.

## ISI 17

*Alma kwenyere ma dee okwu nile nke Abịnadaị—Abịnadaị tara ahụhụ ọnwụ site n'ọkụ—O buru-amụma ọrịa na ọnwụ site n'ọkụ n'arụ ndị gburu ya. Ihe dịka n'afọ 148 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Abịnadaị kwusịworo okwu ndị
a, na eze ahụ nyere iwu na [a]ndị
nchụ-aja nile ga-akpọrọ ya ma
mee ka e gbuo ya.
2 Mana e nwere otu onye
n'etiti ha onye aha ya bụ [a]Alma,
ebe ọ bụ kwa agbụrụ nke Nifaị.
Ma-ọbụ nwa okorọbịa, ma o
[b]kwere okwu nile nke Abịnadaị
kwuworo, n'ihi na ọ matara
gbasara ajọọ-omume nke
Abịnadaị gbara-ama megide
ha, ya mere ọ malitere ịrịọ eze
ahụ ka ọ ghara iwe oke iwe
megide Abịnadaị, kama mee
ka ọ pụọ n'udo.
3 Mana eze ahụ were iwe ka-
rịa, ma mee ka a chụpụ Alma
site n'etiti ha, ma zipụ ụmụ-oru
ya ka ha chụso ya ka ha wee
gbuo ya.
4 Ma na ọ gbara ọsọ site n'ebe
ha nọ ma zoo onwe ya nke
mere na ha achọtaghị ya. Ma
ya ebe o zoro onwe ya ọtụtụ
ụbọchị [a]dere okwu nile nke
Abịnadaị kwuworo.
5 Ma o wee ruo na eze ahụ
mere ka ndị nche ya gbaa
Abịnadaị gburu-gburu ma
kpọpụ ya; ma ha kere ya agbụ
ma tụba ya n'ụlọ-mkpọrọ.
6 Ma mgbe ụbọchị atọ gasịrị,
ebe ọ tụgharịworo uche ya na
ndị nchụ-aja ya, o mere ka a
kpọta ya ọzọ n'iru ya.
7 Ma ọ sịrị ya: Abịnadaị, anyị
achọtawo ebubo ihe ọjọọ megi-
de gị, ma Ị dị mma ịnwụ.
8 N'ihi na Ị sịwo na [a]Chineke
n'onwe ya ga-arịdata n'etiti
ụmụ nke mmadụ, ma ugbua,
n'ihi nke a a ga-egbu gị ma-
ọbụghị na Ị kpọghachịrị okwu
ọjọọ nile nke i kwuru gbasara
m na ndị m.
9 Ugbua Abịnadaị sịrị ya: A sị
m gị, a gaghị m akpọghachị
okwu nile ndị m gwaworo gị
gbasara ndị a, n'ihi na ha bụ
ezi-okwu; ma ka i wee mata
maka aghaghị imezu-emezu
ha, e nyewo m onwe m na mụ
adabawo n'aka gị.
10 E, ma a ga m ata ahụhụ
ọbụna ruo ọnwụ, ma agaghị m
akpọghachị okwu m nile, ma ha
ga-eguzoro dịka ihe ịgba-ama
megide gị. Ma ọbụrụ na i gbuo m
Ị ga-akwafu ọbara [a]na-enweghị

14*a* NGAN Iwu nke Moses.
15*a* Mosa. 3:8; 5:7; Ita 3:14.
**17** 1*a* Mosa. 11:1, 5–6.
2*a* Mosa. 23:6, 9–10. NGAN Alma Onye Okenye.
*b* Mosa. 26:15.
4*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
8*a* Mosa. 13:25, 33–34.
10*a* Alma 60:13.

ụta ma nke a ga-eguzokwa
dịka ihe ịgba-ama megide gị
n'ụbọchị ikpe-azụ.
11 Ma ugbua eze Noa nọ na
njikere ka ọ hapụ ya, n'ihi na ọ
tụrụ egwu okwu ya; n'ihi na ọ
tụrụ egwu na ikpe nke Chineke
ga-abịakwasị ya.
12 Mana ndị nchụ-aja ahụ
welitere olu ha elu megide ya,
ma malite ibo ya ebubo, na-asị:
Ọ kparịwo eze ahụ. Ya mere
eze ahụ ka a palitere n'oke iwe
megide ya, ma o nyefere ya ka e
gbuo ya.
13 Ma o wee ruo na ha kpọọrọ
ya ma kee ya agbụ, ma jiri nkụ-
ọkụ pịarụsịa ya arụ, e, ọbụna
ruo ọnwụ.
14 Ma ugbua mgbe ire-ọkụ
ahụ malitere ire ya, o tikuru ha,
na-asị:
15 Lee, ọbụna dịka unu me-
woro m, otu a ka ọ ga-adị na
mkpụrụ-afọ unu ga-eme na
ọtụtụ ga-ata ahụhụ mgbu nile
nke m na-ata, ọbụna ihe mgbu
nile nke [a]ọnwụ site n'ọkụ;
ma nke a n'ihi na ha kwere
na nzọpụta nke Onye-nwe
Chineke ha.
16 Ma ọ ga-eru na unu ga-
enwe mkpagbu site n'ụdị ọrịa
nile n'ihi ajọọ-omume unu nile.
17 E, ma a [a]ga-eti unu ihe-otiti
n'akụkụ nile, ma a ga-achụ
ma gbasasịa unu ma n'iru ma
n'azụ, ọbụna dịka anụ dị egwu
si na-achụ igwe anụ a na azụ-
ghị-azụ.
18 Ma n'ụbọchị ahụ a ga-achụ
nta unu, ma a ga-ejide unu site
n'aka nke ndị iro unu, ma
mgbe ahụ unu ga-ata ahụhụ,
dịka m na-ata ahụhụ, ihe mgbu
nile nke [a]ọnwụ site n'ọkụ.
19 Otu a Chineke [a]na-abọ
ọbọ n'arụ ndị ahụ na-ebibi
ndị ya. O Chineke, nabata
mkpụrụ-obi m.
20 Ma ugbua, mgbe Abịnadaị
kwuworo okwu ndị a nile, ọ
dara, ebe ọ taworo ahụhụ ọnwụ
site n'ọkụ; e, ebe e gbuworo ya
n'ihi na ọ chọghị ịgọnarị iwu-
nsọ nile nke Chineke, ebe ọ
rachiworo ezi-okwu nke okwu
ya nile site n'ọnwụ ya.

## ISI 18

*Alma kwusara ozi-ọma na nzuzo—Ọ kọwara ọgbụgba-ndụ nke baptism ma mee baptism na mmiri nile nke Mọmọn—Ọ haziri nzukọ-nsọ nke Kraịst ma chie ndị nchụ-aja echichi—Ha kwadoro onwe ha ma kụziere ndị mmadụ ihe—Alma na ndị ya wee gbanarị Eze Noa baa n'ime ọzara ahụ. Ihe dịka n'afọ 147 ruo 145 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, o wee ruo na Alma,
onye gbanarịworo ụmụ-oru nke
eze Noa, [a]chegharịrị site na
mmehie ya nile na ajọọ-omume
nile, ma jegharịa na nzuzo n'etiti
ndị mmadụ, ma malite ikuzi
okwu nile nke Abịnadaị—
2 E, gbasara ihe ahụ nke
ga-abịa, na kwa gbasara mbilite
n'ọnwụ nke ndị nwụrụ-anwụ,
na [a]mgbapụta nke ndị mmadụ,
nke a ga-eweta na mmezu site

15*a* Mosa. 13:9–10; Alma 25:4–12.
17*a* Mosa. 21:1–5, 13.
18*a* Mosa. 19:18–20.
19*a* NGAN Ọbọ.
**18** 1*a* Mosa. 23:9–10.
2*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.

[b]n'ike, na ntaram-ahụhụ nile,
na ọnwụ nke Kraịst, na mbilite
n'ọnwụ ya na irigoro baa
n'elu-igwe.
3 Ma ka ha ra bụ ndị na-anụ
okwu ya ka ọ kuziere. Ma ọ ku-
ziiri ha na nzuzo, ka ọ ghara
ịbịaru na mmata nke eze ahụ.
Ma ọtụtụ kwere okwu ya nile.
4 Ma o wee ruo na ka ha ra
bụ ndị kwere ya garuru [a]ebe
nke a kpọrọ Mọmọn, ebe e
nwetaworo aha ya site n'eze
ahụ, ebe ọ dị n'oke ala nile nke
ala ahụ nke ihe jupụtara ya
mgbe ụfọdụ ma-ọbụ oge ụfọdụ,
bụ anụ-ọhịa nile.
5 Ugbua, e nwere na Mọmọn
isi-mmiri nke mmiri dị ọcha,
ma Alma gara n'ebe ahụ, ebe na
nso nso mmiri ahụ enwere
igbidigbi ọhịa nke ụmụ nke-
nke osisi-jupụtara, ebe o zoro
onwe ya n'oge ehihie site n'ọchị-
chọ nile nke eze ahụ na-achọ ya.
6 Ma o wee ruo na ka ha ra bụ
ndị kweere ya gara ebe ahụ ịnụ
okwu ya nile.
7 Ma o wee ruo mgbe ọtụtụ
ụbọchị gafeworo, e nwere ezi-
gbo ọnụ-ọgụgụ gbakọrọ ọnụ
n'ebe nke Mọmọn ahụ, ịnụrụ
okwu nile nke Alma. E, ha nile
gbakọrọ ọnụ ndị kwere n'okwu
ya, ịnụrụ okwu ya. Ma ọ [a]kụzii-
ri ha, ma kwuoro ha ozi-ọma
ncheghari, na mgbapụta, na
okwukwe n'Onye-nwe.
8 Ma o wee ruo na ọ sịrị ha:
Lee, n'ebe a bụ mmiri nile nke
Mọmọn (n'ihi na otu a ka a na-
akpọ ha) ma ugbua, dịka unu
[a]chọsịrị ike ịbata [b]n'otu nke
Chineke, na ka a na-akpọ unu
ndị nke ya, ma [c]dị na njikere
iburita ibu-arọ onye ọbụla nye
ibe ya, ka ha wee dị mfe;
9 E, ma dị na njikere isoro
ndị na-eru uju iru uju; e,
ma kasie ha obi bụ ndị chọrọ
nkasi-obi, na iguzo dịka [a]ndị
aka-ebe nke Chineke n'oge nile
na n'ihe nile, na n'ebe nile nke
unu ga-anọ n'ime ya, ọbụna
ruo ọnwụ, ka unu wee nwee
mgbapụta site na Chineke, ma
ka a gụnye unu n'ọnụ-ọgụgụ
ndị nke [b]mbilite n'ọnwụ nke
mbụ, ka unu wee nwee [c]ndụ
ebighi-ebi—
10 Ugbua a sị m unu, ọbụrụ
na nke a bụ ọchịchọ obi unu
nile, gịnị ka unu nwere megide
[a]ime unu baptism n'aha Onye-
nwe, dịka aka-ebe n'iru ya
na unu baworo n'ime [b]ọgbụ-
gba-ndụ unu na ya, na unu ga-
ejere Ya ozi ma debe iwu-nsọ
ya nile, ka o wee wụkwasi unu
Mụọ ya n'ujụ ya nile?
11 Ma ugbua mgbe ndị ahụ
nụworo okwu ndị a nile, ha
kụrụ aka ha n'ọñụ, ma tie: Nke
a bụ ọchịchọ nke obi anyị nile.
12 Ma ugbua o wee ruo na
Alma kpọrọ Hilam, ebe ọ bụ otu
n'ime ndị mbụ, ma gaa ma gu-
zoro n'ime mmiri ahụ, ma tie,

2*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
4*a* Alma 5:3.
7*a* Alma 5:11–13.
8*a* OznỌd. 20:37.
*b* NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
*c* NGAN Ọmiko.
9*a* NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma; Gbaa-ama; Aka-ebe.
*b* Mosa. 15:21–26.
*c* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
10*a* 2 Nif. 31:17. NGAN Baptism, Mee Baptism.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ.

na-asị: O Onye-nwe, wụkwasị
Mụọ gị n'arụ nwa-oru gị, ka o
wee rụọ ọrụ a n'ịdị nsọ nke obi.
13 Ma mgbe o kwusịworo
okwu ndị a, [a]Mụọ nke Onye-
nwe dakwasịrị ya, ma ọ sịrị:
Hilam, a na m [b]eme gị baptism,
ebe m nwere [c]ikike site na
Chineke nke Pụrụ Ime Ihe nile,
dịka ịgba-ama na ị baworo
n'ime ọgbụgba-ndụ ị jere ya ozi
ruo mgbe ị nwụrụ dịka arụ
na-anwụ anwụ; ma ka Mụọ nke
Onye-nwe wụkwasị gị; ma ka
o nye gị ndụ-ebighi-ebi, site na
[d]mgbapụta nke Kraịst, onye o
kwadoworo site na [e]ntọ-ala nke
ụwa.
14 Ma mgbe Alma kwuworo
okwu ndị a nile, ma Alma ma
Hilam ka e [a]liri n'ime mmiri
ahụ; ma ha biliri ma pụta site
na mmiri ahụ na-añụrị ọñụ, ebe
ha jupụtara na Mụọ ahụ.
15 Ma ọzọ, Alma kpọrọ onye
ọzọ, ma banye nke ugboro
abụọ n'ime mmiri ahụ, ma mee
ya baptism dịka nke mbụ, nanị
na olighị onwe ya ọzọ n'ime
mmiri ahụ.
16 Ma n'ụdị dị otu a ka o mere
onye ọbụla nke gabara n'ebe
nke Mọmọn ahụ baptism; ma
ha dị n'ọnụ-ọgụgụ narị abụọ na
mkpụrụ-obi anọ; e, ma e [a]mere
ha baptism n'ime mmiri nke
Mọmọn ahụ, ma e mejupụtara
ha [b]n'amara nke Chineke.
17 Ma a kpọrọ ha nzukọ-nsọ
nke Chineke, ma-ọbụ [a]nzukọ-
nsọ nke Kraịst, site n'oge ahụ
gaa n'iru. Ma o wee ruo na onye
ọbụla nke e mere baptism site
n'ike na ikike nke Chineke a
gụnyere ya na nzukọ ya.
18 Ma o wee ruo na Alma,
ebe o nwere [a]ikike sitere na
Chineke, chiri ndị nchụ-aja;
ọbụna otu onye nchụ-aja nye
iri ise ọbụla nke ọnụ-ọgụgụ
ha ka o chiri echichi ikwusa
ozi-ọma nye ha, na [b]ikuziri
ha gbasara ihe ndị metụtara
ala-eze Chineke ahụ.
19 Ma o nyere ha iwu na ha
agaghị akụzi ihe ọbụla ma
ọbụghị ihe ndị ahụ ọ kuziworo,
na nke e kwuworo site n'ọnụ
nke ndị-amụma nile dị nsọ.
20 E, ọbụna o nyere ha iwu
na ha agaghị [a]ekwusa ozi-ọma
ọbụla ma ọbụghị nchegharị na
okwukwe n'Onye-nwe, onye
gbapụtaworo ndị ya.
21 Ma o nyere ha iwu na
agaghị enwe [a]ndọrọ-ndọrọ otu
onye na ibe ya, kama na ha ga-
ele anya n'iru jiri [b]otu anya, ebe
ha nwere otu okwukwe na otu
baptism, ebe ha nwere obi e ji-
kọtara ọnụ [c]n'idi n'otu na n'ịhụ
n'anya otu n'ebe ibe ya nọ.

13*a* NGAN Mụọ Nsọ.
*b* 3 Nif. 11:23–26; OznỌd. 20:72–74.
*c* Ndep. Ok 1:5. NGAN Ọkwa Nchụ-aja.
*d* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*e* Moses 4:2; 5:9.
14*a* NGAN Baptism, Mee Baptism—Baptism site na-ịbịanye n'ime mmiri.
16*a* Mosa. 25:18.
*b* NGAN Amara.
17*a* 3 Nif. 26:21; 27:3–8. NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
18*a* NGAN Ọkwa Nchụ-aja.
*b* NGAN Kụzie, Onye Nkụzi.
20*a* OznỌd. 15:6; 18:14–16.
21*a* 3 Nif. 11:28–30. NGAN Ndọrọ-ndọrọ.
*b* Mat. 6:22; OznỌd. 88:67–68.
*c* NGAN Ịdị n'Otu.

22 Ma otu a o nyere ha iwu
ikwusa ozi-ọma. Ma otu a ha
ghọrọ [a]ụmụ nke Chineke.
23 Ma o nyere ha iwu na ha
ga-edebe [a]ụbọchị izu-ike ma
debe ya nsọ, na kwa ụbọchị
nile ha ga-enye Onye-nwe
Chineke ha ekele.
24 Ma o nyekwara ha iwu na
ndị nchụ-aja ahụ ndị o chiwo-
ro, ga [a]arụ ọrụ n'aka ha maka
nkwado nke onwe ha.
25 Ma e nwere otu ụbọchị
n'ime otu izu-ụka nile nke e
wepụtara iche na ha ga-akpọ-
kọta onwe ha ọnụ ịkụziri ndị
ahụ, na [a]ịkpọ-isi-ala nye Onye-
nwe Chineke ha, na kwa, dịka
mgbe ọbụla ha nwere ike ka ha,
kpọkọta onwe ha ọnụ.
26 Ma ndị nchụ-aja ahụ aga-
ghị na-adabere n'arụ ndị ahụ
maka nkwado ha; kama site
n'ọrụ nke ha ka ha ga na-anata
[a]amara nke Chineke, ka ha wee
gbasie-ike na Mụọ, ebe ha nwe-
re [b]mmata nke Chineke, ka ha
wee kuzie n'ike na ikike sitere
na Chineke.
27 Ma ọzọ Alma nyere iwu
na ndị nke nzukọ-nsọ ahụ ga-
ekesa site n'ihe onwunwe ha,
[a]onye ọbụla dịka nke o nwere
siri dị; ọbụrụ na o nwere n'uju
karịa ọ ga-ekesa n'uju karịa; ma
n'aka nke onye nwere nanị nke
ntakịrị, nanị nke ntakịrị ka a
ga-achọ; ma onye nke na-enwe-
ghị, a ga-enye ya.
28 Ma otu a ha ga-enye ihe
onwunwe ha site na mmasị nke
onwe ha na ọchịchọ-ọma n'ebe
Chineke nọ, Ma nye ndị nchụ-
aja ahụ nile chọrọ enyem-aka,
e, ma nye onye ọbụla chọrọ enye
m aka, mkpụrụ-obi gba ọtọ.
29 Ma nke a ka ọ sịrị ha, ebe
e nyeworo ya n'iwu site na
Chineke; ma ha [a]gara ije kwụ-
ọtọ n'iru Chineke, [b]na-enyerịta
otu onye nye ibe ya, ma nke arụ
ma na nke mụọ dịka mkpa ha
nile na ọchịchọ ha nile siri dị.
30 Ma o wee ruo na ihe nile
ndị a ka e mere n'ime Mọmọn,
e, n'akụkụ [a]mmiri nke Mọmọn,
n'ime oke-ọhịa ahụ nke dị nso
mmiri nile nke Mọmọn; e, ebe
nke Mọmọn, mmiri nile nke
Mọmọn, oke-ọhịa nke Mọmọn
ahụ, lee otu ịma-mma ha siri
dị n'anya nke ndị ahụ n'ebe
ahụ bịara na mmata nke Onye-
mgbapụta ha; e, ma lee otu e
siri gọzie ha, n'ihi na ha ga-abụ
abụ otuto nye ya ruo mgbe nile.
31 Ma ihe ndị a ka e mere
[a]n'oke nile nke ala ahụ, ka
ha ghara ịbịa na mmata nke
eze ahụ.
32 Mana lee o wee ruo na eze
ahụ, ebe ọ chọpụtaworo otu
mmegharị arụ n'etiti ndị ahụ,
zigara ụmụ-oru ya iche ha. Ya
mere n'ụbọchị nke ha na-akpọ-
kọta onwe ha ọnụ ịnụ okwu
nke Onye-nwe a chọpụtara ha
nye eze ahụ.
33 Ma ugbua eze ahụ sịrị
na Alma na-akpasu ndị ahụ

22*a* Mosa. 5:5–7; Moses 6:64–68.
23*a* Mosa. 13:16–19; OznỌd. 59:9–12.
24*a* Ọlndoz. 20:33–35; Mosa. 27:3–5; Alma 1:26.
25*a* NGAN Fee Ofufe.
26*a* NGAN Amara.
*b* NGAN Mmata-ihe.
27*a* Ọlndoz. 2:44–45; 4 Ne. 1:3.
29*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*b* NGAN Ọdịmma.
30*a* Mosa. 26:15.
31*a* Mosa. 18:4.

n'inupu-isi megide ya; ya mere o zipụrụ ndị-agha ya ibibi ha.

34 Ma o wee ruo na [a]a gwara Alma na ndị nke Onye-nwe maka ọbịbịa nke ndị-agha eze ahụ; ya mere ha weere ụlọ ikwuu ha nile ma kpọrọ ezi na ụlọ ha nile ma pụọ, baa n'ime ọzara ahụ.

35 Ma ha dị n'ọnụ-ọgụgụ ihe dịka mkpụrụ-obi narị anọ na iri ise.

## ISI 19

*Gịdiọn wee chọọ igbu Eze Noa—Ndị Leman wee buso ala ahụ agha—Eze Noa wee taa-ahụhụ ọnwụ site n'ọkụ—Lịmhaị wee chịa dịka eze ụtụ. Ihe dịka n'afọ 145 ruo 121 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na ndị-agha nke eze ahụ laghachịrị, ebe ha chọworo n'efu ịhụ ndị nke Onye-nwe ahụ.

2 Ma ugbua lee, ndị-agha nile nke eze ahụ dị ntakịrị, ebe e welatara ọnụ-ọgụgụ ha, ma a malitere inwe nkewa n'etiti ndị mmadụ fọdụrụ.

3 Ma ọnụ-ọgụgụ nke ka nta malitere ikupụta ikuku-mmaja nile megide eze ahụ, ma a malitere inwe nnukwu ndọrọ-ndọrọ n'etiti ha.

4 Ma ugbua e nwere otu nwoke n'etiti ha nke aha ya bụ Gịdiọn, ma ebe ọ bụ nwoke siri ike na onye-iro nke eze ahụ, ya mere o sepụtara mma agha ya, ma ñụọ iyi n'oke iwe ya na ya ga-egbu eze ahụ.

5 Ma o wee ruo na ọ lụsoro eze ahụ ọgụ; ma mgbe eze ahụ hụrụ na ọ chọọla imeri ya, ọ gbafuru ma gbaa ọsọ ma rigoro n'elu [a]ụlọ-elu tọwa nke dị n'akụkụ temple ahụ.

6 Ma Gịdiọn chụsoro ya ma ọ chọrọ irigoro n'elu ụlọ-elu tọwa ahụ ka o gbuo eze ahụ, ma eze ahụ legharịrị anya gburu-gburu chee iru n'ala nke Shemlọn, ma lee, ndị-agha nke ndị Leman nọ n'ime oke nke ala ahụ nile.

7 Ma ugbua eze ahụ tipụtara mkpu na ihe mgbu nke mkpụrụ-obi ya, na-asị: Gịdiọn, hapụ m, n'ihi na ndị Leman abịakwasịwo anyị, ma ha ga-ebibi anyị; e, ha ga-ebibi ndị m.

8 Ma ugbua eze ahụ anaghị echegbu onwe ya gbasara ndị ya dịka o siri na-eche maka ndụ nke onwe ya; otu o sila dị, Gịdiọn hapụrụ ndụ ya.

9 Ma eze ahụ nyere ndị ahụ iwu ka ha gbafuo n'iru ndị Leman ma ya n'onwe ya gara n'iru ha, ma ha gbabara n'ime ọzara ahụ, ha na ndị nwunye ha na ụmụ ha.

10 Ma o wee ruo na ndị Leman chụrụ ha ọsọ, ma chụfee ha, ma malite igbu ha.

11 Ugbua o wee ruo na eze ahụ nyere ha iwu na ndi nwoke nile ga-ahapụ ndị nwunye ha na ụmụ ha, ma gbafuo n'iru ndị Leman.

12 Ugbua e nwere ọtụtụ ndị na-ekweghị ịhapụ ha, kama gaachọ ịnọdụ ma laa n'iyi ha na ha. Ma ndị nke fọdụrụ hapụrụ

34*a* Mosa. 23:1.

**19** 5*a* Mosa. 11:12.

ndị nwunye ha na ụmụ ha ma
gbafuo.
13 Ma o wee ruo na ndị ahụ
nọdụrụ ha na ndị nwunye ha
na ụmụ ha mere ka ụmụ-ada
ọma ha nile ga-eguzo ma rịọ
ndị Leman ka ha ghara igbu ha.
14 Ma o wee ruo na ndị Leman
nwere ọmiko n'arụ ha, n'ihi
ịma-mma nke ndịnyom ha toro
ha akpịrị.
15 Ya mere ndị Leman hapụrụ
ndụ ha, ma kpọrọ ha na ndọ-
kpụ n'agha ma buru ha lagha-
chị azụ n'ala nke Nifaị, ma
kwenyere ha na ha ga-enwere
ala ahụ, n'ọnọdụ na ha ga-
enyefe eze Noa n'aka nke ndị
Leman, ma nyefekwa akụ na
ụba ha, ọbụna otu ọkara nke
ihe nile ha nwere, otu ọkara
nke ọla-edo ha, na ọla-ọcha
ha, na ihe ha nile dị oke-ọnụ-
ahịa, ma otu a ha ga na-akwụ
ụtụ nye eze nke ndị Leman site
n'afọ ruo n'afọ.
16 Ma ugbua e nwere otu
n'ime ụmụ-nwoke eze ahụ n'e-
titi ndị ahụ a dọkpụụrụ n'agha,
nke aha ya bụ [a]Lịmhaị.
17 Ma ugbua Lịmhaị chọsịrị
ike ka a ghara ibibi nna ya; otu
o sila dị, Lịmhaị anọghị na ama-
ghị-ama nke ajọọ-omume nile
nke nna ya, ya na onwe ya ebe ọ
bụ nwoke ezi-omume.
18 Ma o wee ruo na Gịdiọn
zigara ndị mmadụ n'ime ọzara
ahụ na nzuzo, ịchọ eze ahụ na
ndị ha na ya nọ. Ma o wee ruo
na ha zuru ndị mmadụ n'ọzara
ahụ, ndị nile ewezuga eze ahụ
na ndị nchụ-aja ya.
19 Ugbua ha añụwọrịị iyi
n'obi ha na ha ga-alaghachị n'a-
la nke Nifaị, ma ọbụrụ na e
gbuwo ndị nwunye ha na ụmụ
ha, na kwa ndị ahụ ha na ha
soro nọdụ, na ha ga-emegwara,
na kwa soro ha laa n'iyi.
20 Ma eze ahụ nyere ha iwu ka
ha ghara ịlaghachi; ma ha were
iwe megide eze ahụ, ma mee
ka ọ taa ahụhụ, ọbụna ruo [a]n'ọ-
nwụ site n'ọkụ.
21 Ma ha chọrọ ịkpọrọ ndị
nchụ-aja ahụ kwa ma gbuo ha,
ma ha gbafuru n'iru ha.
22 Ma o wee ruo na ha chọrọ
ịlagachị n'ala nke Nifaị, ma ha
zutere ndịkom nke Gịdiọn. Ma
ndịkom nke Gịdiọn gwara ha
maka ihe nile meworo ndị nwu-
nye ha na ụmụ ha; ma na ndị
Leman ekwewo ha rịị na ha ga-
enwere ala ahụ site n'ịtụ ụtụ
nye ndị Leman ruo otu ọkara
nke ihe nile ha nwere.
23 Ma ndị ahụ gwara ndị nke
Gịdiọn na ha egbuworị eze ahụ,
ma ndị nchụ-aja ya agbafuwọrịị
site n'ebe ha nọ baa n'ebe dị
n'ime ime ọzara ahụ.
24 Ma o wee ruo na mgbe ha
mechaworo emume ahụ, na ha
lagachịrị n'ala nke Nifaị ahụ,
na-añụrị ọñụ n'ihi na ndị nwu-
nye ha na ụmụ ha e gbụghị ha;
ma ha gwara Gịdiọn ihe ha me-
woro eze ahụ.
25 Ma o wee ruo na eze nke
ndị Leman [a]ñụuru ha iyi, na ndị
ya agaghị egbu ha.
26 Na kwa Lịmhaị, ebe ọ bụ
nwa nwoke nke eze ahụ. ebe e
wereworo ala-eze ahụ nyefee

16*a* Mosa. 7:9.
20*a* Mosa. 17:13–19;
Alma 25:11.
25*a* Mosa. 21:3.

ya [a]site n'aka ndị ahụ, ñụrụ iyi
nye eze nke ndị Leman na ndị
ya ga-atụ ụtụ nye ya, ọbụna otu
ọkara nke ihe nile ha nwere.
27 Ma o wee ruo na Lịmhaị
malitere iwu ala-eze ahụ na iwe-
ta udo n'etiti ndị ya.
28 Ma eze nke ndị Leman ahụ
debere ndị nche gburu-gburu
ala ahụ, ka o wee debe ndị nke
Lịmhaị n'ala ahụ, ka ha ghara
ịpụ baa n'ime ọzara ahụ; ma
ọ na-akwado ndị nche ya site
n'ụtụ ahụ nke ọ na-anata site
n'aka ndị Nifaị.
29 Ma ugbua eze Lịmhaị nwe-
re udo esepụghị aka n'ala eze
ya ruo afọ abụọ, na ndị Leman
akpasughị ha iwe ma-ọbụ chọọ
ibibi ha.

## ISI 20

*Ụfọdụ ụmụada ndị Leman ka ndị nchụ-aja nke Noa tọọrọ — Ndị Leman wee buso Lịmhaị na ndị ya agha — Igwe ndị Leman ahụ ka a chụghachịrị azụ ma mee ka ha daa juu. Ihe dịka n'afọ 145 ruo 123 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA e nwere ebe dị na
Shemlọn ebe ụmụada nile nke
ndị Leman na-akpọkọta onwe
ha ọnụ ịbụ abụ, na ite-egwu,
na ime onwe ha obi ụtọ.
2 Ma o wee ruo na o nwere otu
ụbọchị ọnụ-ọgụgụ nta n'ime ha
gbakọtara ọnụ ịbụ abụ na ite
egwụ.
3 Ma ugbua ndị nchụ-aja nke
eze Noa, ebe ihere na-eme
ha ilagachị n'obodo-ukwu nke
Nifaị, e, na kwa n'ịtụ egwu na
ndị ahụ ga-egbu ha, ya mere ha
anwaghị anwa ịlaghachịkwu-
ga ndị nwunye ha na ụmụ ha.
4 Ma ebe ha biworo n'ime
ọzara ahụ, na ebe ha chọpụta-
woro ụmụada nke ndị Leman
ahụ, ha dinara ala ma lewe ha.
5 Ma mgbe ha dị nanị ole na ole
n'ime ha gbakọrọ ọnụ ite egwu,
ha pụtara site n'ebe nzuzo ha
nile ma kpọrọ ha ma bubaga ha
n'ime ọzara ahụ; e, iri abụọ na
anọ nke ụmụada nile nke ndị
Leman ahụ ka ha bubagara
n'ime ọzara ahụ.
6 Ma o wee ruo na mgbe ndị
Leman chọpụtara na ụmụada ha
na-efurịị efu, iwe were ha n'ebe
ndị nke Lịmhaị nọ, n'ihi na ha
chere na ọbụ ndị nke Lịmhaị.
7 Ya mere ha zigara ndị-agha
ha; e, ọbụna eze ahụ n'onwe ya
gafere n'iru ndị ya; ma ha gali-
tere ruo ala nke Nifaị, ibibi ndị
nke Lịmhaị.
8 Ma ugbua Lịmhaị achọpụta-
wo ha rị site n'ụlọ-elu tọwa
ahụ, ọbụna njikere ha nile
maka agha ka ọ chọpụtara; ya
mere ọ kpọkọtara ndị ya ọnụ,
ma zoo chere ha n'ubi nile ahụ
ma n'ime ọhịa nile ahụ.
9 Ma o wee ruo na mgbe ndị
Leman bịaliteworo, nke mere na
ndị nke Lịmhaị malitere ịda-
kwasị ha site n'ebe nche ha nile,
ma malite igbu ha.
10 Ma o wee ruo na agha ahụ
siri ike karịa, n'ihi na ha lụrụ
ọgụ dịka ụmụ ọdụm maka anụ
ha ji akpa nri.
11 Ma o wee ruo na ndị

26*a* Mosa. 7:9.

nke Lịmhaị malitere ịchụ ndị
Leman n'iru ha; ma na ha eru-
ghị ọkara n'ọnụ ọgụgụ dịka ndị
Leman. Mana ha [a]lụrụ ọgụ ma-
ka ndụ ha, na maka ndị mwu-
nye ha, na maka ụmụ ha; ya
mere ha tinyere onwe ha n'ezi-
gbo ọrụ ma dịka nkita-ọhịa ka
ha lụrụ ọgụ.
12 Ma o wee ruo na ha chọtara
eze ahụ nke ndị Leman n'etiti
ọnụ ọgụgụ nke ndị ha nwụrụ
anwụ; ma na ọ nwụghị anwụ,
ebe e merụworo ya arụ ma
hapụ ya n'ala ahụ, oke ọsọ ka
ndị ya jiri gbapụ.
13 Ma ha kpọọrọ ya ma kechie
ọnya ya nile, ma kpọta ya n'iru
Lịmhaị, ma sị: Lee, n'ebe a ka
eze nke ndị Leman ahụ nọ; ya
ebe o nwetaworo mmeru arụ
adabawo n'etiti ndị ha nwụrụ
anwụ, ma ha ahapụwo ya; ma
lee, anyị akpọtawo ya n'iru gị;
ma ugbua ka anyị gbuo ya.
14 Mana Lịmhaị sịrị ha: Unu
agaghị egbu ya, kama kpọta ya
n'ebe a ka m wee hụ ya. Ma ha
kpọtara ya. Ma Lịmhaị sịrị ya:
Gịnị kpatara unu jiri buru agha
bịa ịmegide ndị m? Lee, ndị m
emebibeghị [a]iyi nke m ñụụrụ gị,
ya mere, gịnị mere unu ga-eji
mebie iyi unu ñuru nye ndị m?
15 Ma ugbua eze ahụ sịrị:
Emebiwo m ịñụ-iyi ahụ n'ihi na
ndị gị bupụrụ ụmụada nile nke
ndị m; ya mere, n'iwe m e mere
m ka ndị m buru agha bịakwu-
te ndị gị.
16 Ma ugbua Lịmhaị anụbe-
ghị ihe ọbụla gbasara ihe nke a;
ya mere ọ sịrị: A ga m achọ
n'etiti ndị m ma onye ọbụla
meworo ihe nke a ga-ala-n'iyi.
Ya mere o mere ka e mee nchọ-
pụta n'etiti ndị ya.
17 Ugbua mgbe [a]Gịdiọn nụ-
woro ihe ndị a, ebe ọ bụ ọchị-
agha eze, ọ gara n'iru ma sị eze
ahụ: A rịọ m gị chere, ma emela
nchọpụta n'etiti ndị a, ma e
bokwasịla ihe nke a n'isi ha.
18 N'ihi na Ị chetaghị ndị nchụ-
aja nile nke nna gị, ndị nke ndị a
chọrọ ibibi? Ma ha anọghị n'ime
ọzara ahụ? Ma ọ bụghị ha bụ
ndị zuruworo ụmụada nile nke
ndị Leman?
19 Ma ugbua, lee, ma gwa eze
ahụ maka ihe ndị a nile, ka o
wee gwa ndị ya ka ha wee daa
juu n'ebe anyị nọ; n'ihi na lee
ha na-akwadọrị ịbịa megide
anyị; ma lee kwa anyị dị nanị
ole na ole.
20 Ma lee, ha na-abịa n'igwe
ọtụtụ ọnụ ọgụgụ; na, ma ọbụ-
ghị na eze ahụ mere ka ha daa
juu n'ebe anyị nọ, anyị ga-alarị-
rị n'iyi.
21 N'ihi na okwu nile nke
Abịnadaị o [a]mezubeghị, nke o
buru amụma megide anyị—
ma ihe nile ndị a n'ihi na anyị
anaghị aña ntị n'okwu nile nke
Onye-nwe, ma tụgharịa site
n'ajọọ-omume anyị nile?
22 Ma ugbua ka anyị mee ka
eze ahụ daa juu, ma anyị me-
zuo iyi ahụ nke anyị ñụworo
nye ya, n'ihi na ọ ka mma na
anyị ga-anọ n'ịbụ-oru karịa na
anyị ga atufu ndụ anyị nile; ya
mere, ka anyị kwụsị ịkwafu
oke nnukwu ọbara.

**20** 11*a* Alma 43:45.
14*a* Mosa. 19:25–26.
17*a* Mosa. 19:4–8.
21*a* Mosa. 12:1–8.

23 Ma ugbua Lịmhaị gwara eze ahụ ihe nile gbasara nna ya, na [a]ndị nchụ-aja ndị nke gbabaworo n'ime ọzara ahụ, ma bogide ha mbụpụ nke ụmụada ha.
24 Ma o wee ruo na eze ahụ dajụrụ n'ebe ndị ya nọ; ma ọ sịrị ha: Ka anyị gaa n'iru izute ndị m, na-ejighi ngwa-ọgụ; ma a na m adụrụ gị isi site n'ịñụ iyi na ndị m agaghị egbu ndị gị.
25 Ma o wee ruo na ha soro eze ahụ, ma gaa n'iru na-ejighi ngwa-ọgụ izute ndị Leman. Ma o wee ruo na ha zutere ndị Leman ahụ; ma eze ndị Leman ahụ kpọrọ isi ala n'iru ha, ma rịọ arịrịọ n'aha ndị nke Lịmhaị.
26 Ma mgbe ndị Leman hụrụ ndị nke Lịmhaị, na ha ejighi ngwa-ọgụ, ha nwere [a]ọmiko n'arụ ha ma wee daa juu n'ebe ha nọ, ma laghachị ha na eze ha n'udo lawa n'ala nke aka ha.

## ISI 21

*Ndị Lịmhaị ka ndị Leman busoro agha ma merie—Ndị Lịmhaị wee zute Amọn ma nwee mgbanwe okpukpe-chi—Ha wee gwa Amọn maka epekele ndị Jared iri abụọ na anọ ahụ. Ihe dịka n'afọ 122 ruo 121 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na Lịmhaị na ndị ya laghachịrị n'obodo-ukwu Nifaị, ma malite ibi n'ala ahụ ọzọ n'udo.
2 Ma o wee ruo na mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị ndị Leman malitere ọzọ inwe mkpalite iwe megide ndị Nifaị, ma ha malitere ịbata n'ime oke-ala nile nke dị gburu-gburu.
3 Ugbua ha anwaghị anwa igbu ha, n'ihi iyi ahụ nke eze ha ñụworo nye Lịmhaị; ma na ha ga-eti ha aka na [a]ntị, ma gosị ikike n'ebe ha nọ; ma malite itinye [b]ibu-arụ n'azụ ha nile, ma kpụrụ ha dịka ha ga-eme dịka ịnyịnya dara ogbu—
4 E, ihe nile a ka e mere ka e wee mezuo okwu nke Onye-nwe.
5 Ma ugbua mkpagbu nile nke ndị Nifaị dị ukwuu, ma onweghị ụzọ ọbụla nke ha nwere ike iji napụta onwe ha site n'aka ha, n'ihi na ndị Leman agbawo ha rị gburu-gburu n'akụkụ nile.
6 Ma o wee ruo na ndị ahụ malitere ịtamu ntamu nye eze ahụ n'ihi mkpagbu ha nile; ma ha malitere ịchọsike ịga megide ha n'agha. Ma ha kpagbụrụ eze ahụ nke ukwuu site na mkpesa ha nile; ya mere o nyere ha ohere ka ha mee dịka ọchịchọ ha siri dị.
7 Ma ha kpọkọtara onwe ha ọnụ ọzọ, ma yịkwasị uwe agha ha, ma gaba imegide ndị Leman ịchụpụ ha site n'ala ha.
8 Ma o wee ruo na ndị Leman meriri ha, ma chụghachị ha azụ, ma gbuo ọtụtụ n'ime ha.
9 Ma ugbua e nwere nnukwu [a]iru-uju na ịkwa-akwa n'etiti ndị nke Lịmhaị, nwanyị isimkpe n'eru uju maka di ya, nwa nwoke na nwa nwanyị n'eru uju maka nna ha, ma ụmụnne

23*a* Mosa. 19:21, 23.
26*a* NGAN Ọmiko.
**21** 3*a* Mosa. 12:2.
*b* Mosa. 12:5.
9*a* Mosa. 12:4.

ndị nwoke maka ụmụnne ha ndị nwoke.
10 Ugbua e nwere nnukwu ọtụtụ ndịnyom isimkpe n'ala ahụ, ma ha tisiri mkpu akwa ike site n'ụbọchị ruo n'ụbọchị, n'ihi na nnukwu egwu ndị Leman abịakwasịwo ha.
11 Ma o wee ruo na iti mkpu akwa esepụghị-aka ha nile kpalitere ndị nke fọdụrụ na ndị nke Lịmhaị n'iwe megide ndị Leman; ma ha gara ọzọ ịlụ agha, mana a chụghachirị ha azụ ọzọ, ma tufuo ọtụtụ ihe.
12 E, ha gara ọzọ ọbụna nke ugbọrọ atọ, ma taa ahụhụ n'otu aka ahụ; ma ndị ahụ a na-egbughị laghachịrị ọzọ n'obodo-ukwu nke Nifaị.
13 Ma ha wedatara onwe ha ala ọbụna ruo na ntụ, tinye onwe ha n'okpuru ibu-arọ nke ịbụ-oru, na-etinye onwe ha ka e tie ha ihe otiti na ka esekpụgharịa ha ma n'iru ma n'azụ, ma na-ebo ha ibu-arọ, dịka ọchịchọ nke ndị-iro ha siri dị.
14 Ma ha [a]wedatara onwe ha ala ọbụna n'ime omimi nile nke obi umeala; ma ha tisịrị mkpu akwa ike nye Chineke; e, ọbụna ogologo ụbọchị nile ka ha bekuru Chineke ha akwa ka o wee napụta ha site na mkpagbu ha nile.
15 Ma ugbua Onye-nwe [a]emeghị ngwa n'ịnụ akwa ha n'ihi ajọọ-omume ha nile; otu o sila dị, Onye-nwe nụrụ akwa ha nile, ma malite ime ka obi ndị Leman dị nro nke mere na ha malitere ibelata ibu-arọ ha nile; ma na Onye-nwe ahụghị na ọ dị mkpa ịnapụta ha site n'ịbụ-oru.
16 Ma o wee ruo na ha malitere ime nke-ọma ntakịrị ntakịrị n'ala ahụ, ma malite ịku mkpụrụ-akụkụ n'uju karịa, ma igwe anụ, ma igwe ehi na ịnyịnya, nke mere na ha ahụsighị anya site n'agụụ.
17 Ugbua e nwere nnukwu ọnụ-ọgụgụ ndị nwanyị, karịa ka e nwere nke ndị nwoke; ya mere eze Lịmhaị nyere iwu na nwoke ọbụla ga [a]eweta ihe ọnwụnwe ya iji kwado [b]ndị nwanyị isimkpe nile na ụmụ ha, ka ha ghara ịnwụ n'agụụ, ma nke a ka ha mere n'ihi nnukwu nke ọnụ-ọgụgụ ha ndị egbuworọrịị egbu.
18 Ugbua ndị nke Lịmhaị nọkọtara ọnụ n'otu dịka o kwere ha mee, ma chekwaa mkpụrụ-akụkụ ha na igwe anụ ha nile;
19 Ma eze ahụ n'onwe ya atụkwasịghị onwe ya obi n'ofe mgbidi nke obodo-ukwu ahụ, ma ọbụghị na ọ kpọrọ ndị nche ya sobe ya, na-atụ egwu na ya nwere ike site n'ụzọ ọbụla daba n'aka nke ndị Leman.
20 Ma o mere na ndị ya ga-eche ala ahụ nche gburugburu, na site n'ụzọ ọbụla ha nwere ike ịkpọrọ ndị nchụ-aja ahụ nile ndị gbabara n'ime ọzara ahụ, ndị zuruworo [a]ụmụada nile nke ndị Leman, na ndị

14*a* Mosa. 29:20.
ngan Umeala, Ịdị Umeala.
15*a* Ilu 15:29;
Mosa. 11:23–25;
OznỌd. 101:7–9.
17*a* Mosa. 4:16, 26.
*b* ngan Nwanyi-isi-mkpe.
20*a* Mosa. 20:5.

kpataworo ụdị nnukwu mbibi
a ka ọ bịakwasị ha.
21 N'ihi na ha chọsịrị ike ịkpọ-
rọ ha ka ha wee taa ha ahụhụ;
n'ihi na ha abatawo n'ime
ala nke Nifaị n'abalị, ma bupụ
mkpụrụ-akụkụ ha na ọtụtụ
n'ime ihe ha dị mkpa; ya mere
ha zoro na-echebiri ha.
22 Ma o wee ruo na e nweghị
kwa nsogbu ọzọ di n'etiti ndị
Leman na ndị nke Lịmhaị, ọbụ-
na ruo oge ahụ nke [a]Amọn na
ụmụnne ya nwoke bịara n'ime
ala ahụ.
23 Ma eze ahụ ebe ọ nọworọrịị
n'ezi nke ọnụ-ụzọ nke obodo-
ukwu ahụ, ya na onye-nche ya,
chọpụtara Amọn na ụmụnne
ya nwoke; ma ebe ọ na-eche na
ha bụ ndị nchụ-aja nke Noa ya
mere o mere ka a kpọrọ ha, ma
kee ha agbụ, ma tụba ha n'ime
[a]ụlọ mkpọrọ. Ma a sị na ha bụ
ndị nchụ-aja nke Noa ọ gaara
eme ka e gbuo ha.
24 Ma mgbe ọ chọpụtara na ha
abụghị, kama na ha bu ụmụnne
ya nwoke, ma bịaworọrịị site
n'ala nke Zarahemla, o jupụta-
ra na nnukwu ọñụ karịrị akarị.
25 Ugbua eze Lịmhaị ezipụ-
wo, tutu ọbịbịa nke Amọn,
[a]ntakịrị ọnụ-ọgụgụ mmadụ
[b]ịchọ ala nke Zarahemla ahụ;
ma na ha enweghị ike ịchọta
ya, ma ha furu n'ime ọzara ahụ.
26 Otu o sila dị, ha chọtara
otu ala nke ndị mmadụ bitụ-
worọrịị; e, otu ala nke e kpuchi-
tere [a]n'ọkpụkpụ kpọrọ nkụ; e,
otu ala nke ndị mmadụ bitụ-
worọrịị na nke e bibiworọrịị;
ma ha ebe ha cheworo na ọ bụ
ala Zarahemla ahụ, laghachịrị
n'ala nke Nifaị, ebe ha rutewo-
rọrịị n'oke-ala nile nke ala ahụ
n'erubeghị ọtụtụ ụbọchị tutu
ọbịbịa nke Amọn.
27 Ma ha wetara akụkọ-nde-
kọta tinyere onwe ha, ọbụna
akụkọ-ndekọta nke ndị ahụ nke
ọkpụkpụ ha, ha chọtaworo; ma
a kanyere ya n'elu epekele nile
nke ntụ-igwe.
28 Ma ugbua Lịmhaị jupụ-
takwara ọzọ n'ọñụ n'imụta
site n'ọnụ nke Amọn na eze
Mosaịa nwere [a]onyinye sitere
na Chineke, nke ga-eme ka o
nwe ike ịsụgharị okwu ụdị nka-
nye ndị ahụ nile; e, ma Amọn
kwa ñụrịrị ọñụ.
29 Ma na Amọn na ụmụnne
ya nwoke jupụtara na mwute
n'ihi na ọtụtụ n'ime ụmụnne
ha nwoke ka e gbuworọrịị;
30 Ma kwa na eze Noa na
ndị nchụ-aja ya e mewo ka ndị
ahụ mee oke ọtụtụ mmehie
na ajọọ-omume nile megide
Chineke; ma ha rukwara uju
maka [a]ọnwụ nke Abịnadaị; na
kwa maka [b]ọpụpụ nke Alma na
ndị nke soro ya wee gaa, ndị
hiweworo otu nzukọ-nsọ nke
Chineke site n'ume na ike nke
Chineke, na okwukwe n'okwu
ndị ahụ nke Abịnadaị kwuworo.
31 E, ha ruru uju maka
ọpụpụ ha, n'ihi na ha amataghị
ebe ha gbalaworo. Ugbua ha
gaara ejikọ n'obi-ụtọ sonyere
ha, n'ihi na ha n'onwe ha

22*a* Mosa. 7:6–13.
23*a* Hil. 5:21.
25*a* Mosa. 8:7.
*b* Mosa. 7:14.
26*a* Mosa. 8:8.
28*a* Omnai 1:20–22;
Mosa. 28:11–16.
30*a* Mosa. 17:12–20.
*b* Mosa. 18:34–35.

abawọrịị n'ime ọgbụgba-ndụ
ha na Chineke ijere ya ozi na
idebe iwu-nsọ ya nile.
32 Ma ugbua site n'ọbịbịa nke
Amọn, eze Lịmhaị abawo kwa-
rịị n'ime ọgbụgba-ndụ ya na
Chineke, na kwa ọtụtụ ndị nke
ya, ijere ya ozi ma debe iwu-
nsọ ya nile.
33 Ma o wee ruo na eze
Lịmhaị na ọtụtụ ndị nke ya
chọsịrị ike ka e mee ha bap-
tism; mana e nweghị onye ọbụ-
la n'ala ahụ nke nwere [a]ikike
site na Chineke. Ma Amọn jụrụ
ime ihe nke a, na-ewere onwe
ya dịka nwa-oru na-ekwesighị
ekwesi.
34 Ya mere ha ejighi oge ahụ
hiwere onwe ha nzukọ-nsọ,
na-eche Mụọ nke Onye-nwe.
Ugbua ha chọsịrị ike ịdị ọbụna
dịka Alma na ụmụnne ya ndị
nwoke, ndị nke gbabaworo
n'ime ọzara ahụ.
35 Ha chọsịrị ike ka e mee ha
baptism dịka ihe aka-ebe na ihe
ịgba-ama na ha dị na njikere
ijere Chineke ozi jiri obi ha nile;
otu o sila dị ha setiri oge ahụ
ogologo; ma nkọwasị maka
baptism ha ka a ga [a]akọ ma
emesịa.
36 Ma ugbua ọmụmụ-ihe nile
nke Amọn na ndị ya, na eze
Lịmhaị na ndị ya, bụụrụ ịnapụ-
ta onwe ha site n'aka nile nke
ndị Leman na site n'ịbụ-oru.

## ISI 22

*E mere atụmatụ nile maka ndị ahụ ịgbapụ site n'ịbụ-oru ndị Leman—Ndị Leman ka e mere ka mmanya na-egbu ha—Ndị ahụ gbapụrụ, lagachị Zarahemla, ma ghọọ ndị nọ n'okpuru ọchịchị nke Eze Mosaịa. Ihe dịka n'afọ 121 ruo 120 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na Amọn
na eze Lịmhaị malitere ịkparịta
ụka ha na ndị ahụ otu ha ga-esi
napụta onwe ha site n'ịbụ-oru;
ma ọbụna ha mere na ndị ahụ
nile ga-akpọkọta onwe ha ọnụ;
ma nke a ka ha mere ka ha wee
nweta olu ndị ahụ gbasara ihe
ahụ.
2 Ma o wee ruo na ha enweghị
ike ịchọta ụzọ ịnapụta onwe ha
site n'ịbụ-oru, ma ọbụghị ịkpọ-
rọ ụmụ nwanyị na ụmụ ha, na
igwe-anụ ha nile, na igwe-anụ-
manụ ha nile, na ụlọ ikwuu ha
nile, ma pụọ baa n'ime ọzara
ahụ; n'ihi na ndị Leman ebe ha
dị imerime n'ọnụ-ọgụgụ, okwe-
ghị omume na ndị nke Lịmhaị
nwere ike ilụso ha ọgụ, na-eche
ịnapụta onwe ha site n'ịbụ-oru
na mma agha.
3 Ugbua o wee ruo na Gịdiọn
gabara ma guzoro n'iru eze
ahụ, ma sị ya: Ugbua O eze, ị
ñawo ntị n'okwu m ruo ugbua
ọtụtụ oge mgbe anyị na-enwe-
rịị esem-okwu anyị na ụmụnne
anyị nwoke, ndị Leman.
4 Ma ugbua O eze, ọ bụrụ na ị
hụtabeghị m ịbụ-oru na-abaghị
uru, ma-ọbụ ọ bụrụ na ruo
ugbua igewo ntị n'okwu m nile
n'ụdị ọbụla, ma ha abaworo
gị uru, ọbụna otu ahụ a chọrọ
m ka i gee ntị n'okwu m nile
n'oge nke a, ma a ga m abụ

33*a* ngan Ikike.
35*a* Mosa. 25:17–18.

oru gị ma napụta ndị a site
n'ịbụ-oru.
5 Ma eze ahụ kwere ya ka o
kwuo okwu. Ma Gịdiọn sịrị ya:
6 Lee ebe ngafe azụ ahụ, site
n'azụ mgbidi ahụ, n'akụkụ
azụ nke obodo-ukwu ahụ. Ndị
Leman, ma-ọbụ ndị nche nile
nke ndị Leman, n'abalị e mere
ka mmanya na-egbu ha; ya
mere ka anyị zipụ ịma-ọkwa
n'etiti ndị a nile ka ha chịkọta
ọnụ igwe-anụ na igwe-anụma-
nụ ha, ka ha wee chịba ha n'ime
ọzara ahụ n'abalị.
7 Ma m ga-aga dịka iwu gị siri
dị ma kwụọ ụtụ mmanya nke
ikpe-azụ nye ndị Leman, ma
mmanya ga-egbu ha; ma anyị
ga-agafe site n'ebe ngafe nzuzo
dị n'aka ekpe nke ebe izu-ike
ha mgbe mmanya ga na-egbu
ha na ụra.
8 Otu a anyị ga-apụ anyị na
ndị nwanyị anyị na ụmụ anyị,
igwe-anụ anyị, na igwe-anụ-
manụ anyị baa n'ime ọzara
ahụ; ma anyị ga-aga njem gbu-
ru-gburu ala nke Shaịlọm ahụ.
9 Ma o wee ruo na eze ahụ ñara
ntị n'okwu nile nke Gịdiọn.
10 Ma eze Lịmhaị mere na ndị
ya ga-achịkọta igwe-anụ ha
ọnụ; ma o zigara ụtụ mmanya
ahụ nye ndị Leman; ma o ziga-
kwara mmanya ọzọ, dịka ihe-
onyinye nye ha; ma ha ñụrụ na
akwụghị ụgwọ site na mmanya
nke eze Lịmhaị zigaara ha.
11 Ma o wee ruo na ndị nke
eze Lịmhaị pụrụ n'abalị baa
n'ime ọzara ahụ ha na igwe-
anụ ha na igwe-anụmanụ nile,
ma ha gara gburu-gburu ala
nke Shaịlọm n'ime ọzara ahụ,
ma rọjie ụzọ-ije ha chee iru
n'ala nke Zarahemla ahụ, ebe
onye-ndu ha bụ Amọn na
ụmụnne ya nwoke.
12 Ma ha ewerewọrịị ọla-edo
ha nile, na ọla-ọcha, na ihe nile
dị ha mkpa, nke ha nwere ike-
ibu, na kwa ihe oriri ha tinyere
ha, baa n'ime ọzara ahụ; ma ha
chụsoro njem ha.
13 Ma mgbe ha nọworo ọtụtụ
ụbọchị n'ime ọzara ahụ ha bịa-
ruru n'ala nke Zarahemla ahụ,
ma soro ndị Mosaịa, ma ghọọ
ndị nọ n'okpuru ọchịchị ya.
14 Ma o wee ruo na Mosaịa na-
batara ha n'ọñụ; ma ọ nabata-
kwara [a]akụkọ-ndekọta ahụ nile,
na kwa [b]akụkọ-ndekọta ahụ nke
ndị nke Lịmhaị chọpụtawororịị.
15 Ma ugbua o wee ruo mgbe
ndị Leman chọpụtaworo na ndị
nke Lịmhaị apụwọrịị site n'ala
ahụ n'abalị, na ha zigara ndị-
agha n'ime ọzara ahụ ịchụ ha;
16 Ma mgbe ha chụworo ha
ọsọ ụbọchị abụọ, ha enweghị ike
ọzọ iso okporo-ụzọ ha nile; ya
mere ha furu n'ime ọzara ahụ.

---

Nkọwasị nke Alma na ndị nke Onye-nwe, ndị a chụbara n'ime ọzara ahụ site na ndị nke eze Noa.

*Mejupụtara isi 23 na 24.*

---

ISI 23

---

*Alma wee jụ ibu eze — O wee*

---

**22** 14*a* Mosa. 8:5. *b* Mosa. 8:9.

*jee-ozi dịka onye isi nchụ-aja—Onye-nwe wee taa ndị ya ahụhụ, ma ndị Leman wee merie ala nke Hilam—Amiulọn, onye-ndu nke ndị nchụ-aja ajọọ-omume nke Eze Noa, wee chịa n'okpuru eze ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 145 ruo 121 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua Alma, ebe Onye-nwe dọworo ya aka na ntị na ndị-agha eze Noa ga-abịakwasị ha, ma ebe o meworo ka ndị ya mata maka ya, ya mere ha chịkọtara igwe-anụ ha ọnụ, ma were site na mkpụrụ-akụkụ ha, ma pụọ baa n'ime ọzara ahụ n'iru ndị-agha nke eze Noa.
2 Ma Onye-nwe gbara ha ume, na ndị nke eze Noa enweghị ike ịchụfe ha ibibi ha.
3 Ma ha gbara ọsọ njem ụbọchị asatọ baa n'ime ọzara ahụ.
4 Ma ha batara n'otu ala, e, ọbụna ala mara ezigbo mma ma nwee ihe mmasị, ala nke mmiri dị ọcha.
5 Ma ha rụnyere ụlọ ikwuu ha nile, ma malite ịkọ ala, ma malite iwu ọtụtụ ụlọ: e, ha na-agba mbọ, ma rụọ ọrụ karịa.
6 Ma ndị ahụ chọsịrị ike na Alma ga-abụ eze ha, n'ihi na ọ bụ onye nwere ịhụ-n'anya nke ndị ya.
7 Mana ọ sịrị ha: Lee, ọ dịghị mkpa na anyị ga-enwe eze; n'ihi na otu a ka Onye-nwe kwuru: Unu [a]agaghị eweli otu anụ-arụ karịa ibe ya, ma-ọbụ otu onye agaghị eche onwe ya ịkarị onye ọzọ; ya mere a sị m unu ọdịghị mkpa na unu ga-enwe eze.
8 Otu o sila dị, asị na o kwere mee na unu ga-enwe ndị ezi-omume oge nile ịbụ eze unu ọ ga-adị mma ka unu nwee eze.
9 Mana cheta [a]ajọọ-omume nke eze Noa na ndị nchụ-aja ya nile; ma mụ n'onwe m ka e [b]jidere n'ọnya, ma mee ọtụtụ ihe nke bụ arụ n'anya nke Onye-nwe, nke kpataara m nchegharị siri ike;
10 Otu o sila dị, mgbe [a]nnukwu mkpagbu gasịworo, Onye-nwe nụrụ akwa m nile, ma zaa ekpere m nile, ma o mewo m ngwa-ọrụ n'aka ya abụọ n'iweta [b]ọtụtụ n'ime unu n'ọmụma nke ezi-okwu ya.
11 Otu o sila dị, n'ime nke a anaghị m eto onwe m, n'ihi na etozughị m inye onwe m otuto.
12 Ma ugbua a sị m unu, unu enwewo ọchịchị aka-ike n'aka eze Noa, ma nọdụwo n'ịbụ-oru n'aka ya na ndị nchụ-aja ya nile, ma ha ewebatawo unu n'ime ajọọ-omume; ya mere e kere unu agbụ, jiri [a]agbụ nke ajọọ-omume.
13 Ma ugbua dịka a napụtawo unu site n'ike nke Chineke site n'agbụ ndị a nile; e, ọbụna site n'aka nke eze Noa na ndị ya, na kwa site n'agbụ nile nke ajọọ-omume, ọbụna otu a a chọrọ m ka unu [a]ga-nọgidesike na [b]ntọhapụ nke a nke e sịworo mee ka unu nwere onwe unu,

**23** 7*a* Mosa. 27:3–5.
9*a* Ilu 16:12; Mosa. 11:1–15.
*b* Mosa. 17:1–4.
10*a* OznỌd. 58:4.
*b* Mosa. 18:35.
12*a* 2 Nif. 28:19–22.
13*a* Ndị-Gal. 5:1.
*b* ngan Ntọhapụ.

ma ka unu [c]ghara ịtụkwasị nwo-
ke ọbụla obi ịbụ eze nye unu.
14 Ma kwa atụkwasịla onye
ọbụla obi ịbụ [a]onye-nkuzi unu
ma-ọbụ onye-ozizi-ozi-ọma unu,
ma ọbụghị ma-ọbụ onye nke
Chineke, na-aga n'ụzọ ya nile
ma na-edebe iwu-nsọ ya nile.
15 Otu a ka Alma kuziri ndị ya,
na onye ọbụla [a]ga-ahụ onye-
agbata-obi ya n'anya dịka onwe
ya, na a gaghị enwe [b]ndọrọ-ndọ-
rọ n'etiti ha.
16 Ma ugbua, Alma bụ [a]onye
isi nchụ-aja ha, ebe ọ bụ onye-
nchọpụta nke nzukọ-nsọ ha.
17 Ma o wee ruo na ọdịghị
onye natara [a]ikike ikwu ozi-ọma
ma-ọbụ ịkụzi ma ọbụghị na o
si n'aka ya site na Chineke. Ya
mere o doro ndị nchụ-aja ha
nile nsọ na ndị nkuzi ha nile;
ma ọdịghị ndị e doro nsọ ma
ọbụghị ndị ezi-omume.
18 Ya mere ha chere ndị nke ha
nche, ma [a]na-azụ ha site n'ihe
nile gbasara ezi-omume.
19 Ma o wee ruo na ha malite-
re ime nke-ọma karịa n'ala ahụ;
ma ha kpọrọ ala ahụ Hilam.
20 Ma o wee ruo na ha mụbara
ma mee nke-ọma karịa n'ala nke
Hilam ahụ; ma ha wuru otu
obodo-ukwu, nke ha kpọrọ obo-
do-ukwu nke Hilam.
21 Otu o sila dị Onye-nwe
hụrụ mkpa ọ dị [a]ịta ndị ya ahụ-
hụ, e, ọ na-anwale [b]ndidi ha na
okwukwe ha.
22 Otu o sila dị — onye ọbụla
tinyere [a]ntụkwasị-obi ya na ya
onye ahụ ka a ga [b]ebuli elu n'ụ-
bọchị ikpe-azụ. E, ma otu a ka ọ
dị ndị nke a.
23 N'ihi na lee, a ga m egosị gị
na e wetara ha n'ịbụ-oru, ma
ọdịghị onye nwere ike ịnapụta
ha karịa Onye-nwe Chineke, e,
ha ọbụna Chineke nke Abraham
na Aịsak na nke Jekọb.
24 Ma o wee ruo na ọ napụtara
ha, ma o gosịrị ha ike-ukwu
ya, ma ịñụrị ọñụ ha nile dịịrị
ukwuu.
25 N'ihi na lee, o wee ruo na
mgbe ha nọ n'ala nke Hilam,
e, n'obodo-ukwu nke Hilam,
mgbe ha n'akọ ala gburu-gburu
ebe ahụ, lee otu igwe ndị-agha
nke ndị Leman nọ n'oke-ala
ahụ nile.
26 Ugbua o wee ruo na ụmụn-
ne nwoke Alma gbapụrụ site
n'ubi ha nile, ma chịkọta
onwe ha ọnụ n'obodo-ukwu
nke Hilam; ma ha tụrụ nnukwu
egwu n'ihi mpụta nke ndị
Leman.
27 Mana Alma gara n'iru ma
guzoro n'etiti ha, ma gbaa ha
ume ka ha ghara ịtụ-egwu,
mana ha ga-echeta Onye-nwe
Chineke ha na ọ ga-anapụta ha.
28 Ya mere ha kwụsịrị ịtụ-
egwụ ha nile, ma malite ibeku
Onye-nwe ka o mee ka obi nile
nke ndị Leman dị nro, ka ha
wee debe ha, na ndị nwunye ha
nile, na ụmụ ha.
29 Ma o wee ruo na Onye-nwe

13*c* Mosa. 29:13.
14*a* Mosa. 18:18–22.
15*a* NGAN Ịhụnanya.
*b* 3 Nif. 11:28–29.
16*a* Mosa. 26:7.
17*a* NGAN Ikike; Ọkwa Nchụ-aja.
18*a* 1 Tim. 4:6.
21*a* Hil. 12:3; OznỌd. 98:21.
NGAN Taa-Ahụhụ, Na-ata Ahụhụ.
*b* NGAN Ndidi.
22*a* NGAN Ntụkwasị-obi.
*b* 1 Nif. 13:37.

mere ka obi nile nke ndị Leman dị nro. Ma Alma na ụmụnne ya nwoke gara n'iru ma nyefee onwe ha n'aka ha ma ndị Leman wee nwere onwunwe ala nke Hilam.
30 Ugbua ndị-agha nile nke ndị Leman, ndị soro ndị nke eze Lịmhaị, efuwọrịị n'ime ọzara ahụ ọtụtụ ụbọchị gara aga.
31 Ma lee, ha achọtawọrịị ndị nchụ-aja nke eze Noa, n'ebe ha kpọrọ Amiulọn; ma ha amalitewọrịị inwe ala nke Amiulọn ma malitewo ịkọ ala.
32 Ugbua aha onye-ndu nke ndị nchụ-aja ahụ nile bụ Amiulọn.
33 Ma o wee ruo na Amiulọn rịọrọ ndị Leman; ma ziga kwa ndị nwunye ha nile, ndị bụ [a]ụmụada nke ndị Leman, ịrịọ ụmụnne ha nwoke, ka ha ghara ibibi ndị di ha nile.
34 Ma ndị Leman nwere [a]ọmiko n'arụ Amiulọn na ụmụnne ya nwoke, ma ha ebibighị ha, n'ihi ndị nwunye ha.
35 Amiulọn na ụmụnne ya nwoke sonye ndị Leman, ma ha na-aga njem n'ọzara ahụ n'ịchọta ala nke Nifaị mgbe ha chọpụtara ala nke Hilam, nke Alma nwere ya na ụmụunne ya nwoke.
36 Ma o wee ruo na ndị Leman kwere Alma nkwa na ụmụnne ya nwoke, na ọbụrụ na ha gaegosị ha ụzọ nke dugara n'ala nke Nifaị na ha ga-ekwe ha nkwa ndụ ha na ntọhapụ ha.
37 Mana mgbe Alma gosịworo ha ụzọ ahụ nke dugara n'ala nke Nifaị ndị Leman edebeghị kwa nkwa ha kwere; mana ha debere [a]ndị nche gburu-gburu ala nke Hilam ahụ, iche Alma na ụmụnne ya nwoke.
38 Ma ndị fọdụrụ n'ime ha gara n'ala nke Nifaị, ma ụfọdụ n'ime ha lagachịrị n'ala nke Hilam, na kwa kpọrọ tinyere onwe ha ndị nwunye na ụmụ nke ndị nche nile ahụ ndị a hapụworo n'ala ahụ.
39 Ma eze nke ndị Leman ekwenyeworo Amiulọn na ọ gaabụ onye-eze na onye-ọchịchị nye ndị ya, ndị nọ n'ala nke Hilam; otu o sila dị ọ gaghị enwe ike ime ihe ọbụla megidere ọchịchọ nke eze nke ndị Leman.

## ISI 24

*Amiulọn wee sogbuo Alma na ndị ya—A ga-egbu ha ma ha kpee ekpere—Onye-nwe wee mee ibu-arọ ha nile ka ha dịka ha dị mfe—Ọ napụtara ha site n'ịbụ-oru, ma ha laghachịrị Zarahemla. Ihe dịka n'afọ 145 ruo 120 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na Amiulọn ritara iru-ọma n'anya eze ndị Leman; ya mere, eze ndị Leman kwenyere ya na ụmụnne ya nwoke ka a họpụta ha ibu ndị nkuzi nye ndị ya, e, ọbụna nye ndị ahụ nke nọ n'ala nke Shemlọn, na n'ala nke Shaịlọm, na n'ala nke Amiulọn.
2 N'ihi na ndị Leman enwerewo onwunwe nke ala nile ndị a;

33*a* Mosa. 20:3–5.
34*a* NGAN Ọmiko.
37*a* Mosa. 24:8–15.

ya mere, eze ndị Leman ahụ ahọpụtawo ndị-eze nye ala ndị a nile.
3 Ma ugbua aha nke eze ndị Leman ahụ bụ Leman, ebe a kpọkwasịrị ya aha nna ya; ma ya mere a kpọrọ ya eze Leman. Ma ọ bụụrụ eze nye ọtụtụ ọnụọgụgụ mmadụ.
4 Ma ọ họpụtara ndị nkuzi site n'ime ụmụnne Amiulọn ndị nwoke n'ala nile nke ndị ya nwere; ma otu a asụsụ nke Nifaị malitere ịbụ ihe a na-akụzi n'etiti ndị nke ndị Leman nile.
5 Ma ha bụ ndị na-adị na mma otu onye na ibe ya; otu o sila dị ha amaghị Chineke; ọbụghị ma ụmụnne nwoke Amiulọn ha naakụziri ha ihe ọbụla gbasara Onye-nwe Chineke ha, ọ bụghị iwu nke Moses; ma-ọbụ ha kuziiri ha okwu nile nke Abịnadaị;
6 Mana ha kuziiri ha na ha gaedebe akụkọ-ndekọta ha, ma na ha nwere ike ịna-edekọrịta akwụkwọ otu onye na ibe ya.
7 Ma otu a ndị Leman malitere ịbawanye na akụ n'ụba, ma malite ịzụ ahịa otu onye na ibe ya ma na-aghọ ndị ukwu, ma malite ịbụ ndị aghụghọ na ndị amamihe, dịka amamihe nke ụwa, e, ndị dị ezigbo aghụghọ, na-enwe mmasị n'ụdị ajọọ-omume nile na ịpụnara ihe, ewezuga maọbụ n'etiti ụmụnne nke ha ndị nwoke.
8 Ma ugbua o wee ruo na Amiulọn malitere igosi [a]ikike nye Alma na ụmụnne ya ndị nwoke, ma malite isogbu ya, ma mee ka ụmụ ya sogbuo ụmụ ha.
9 N'ihi na Amiulọn matara Alma, na ọ bụwo [a]otu n'ime ndị nchụ-aja eze, ma na ọ bụ ya bụ onye kwere okwu nile nke Abịnadaị ma a chụpụrụ ya site n'iru eze ahụ, ma ya mere ọ were oke iwe megide ya, n'ihi na ọ nọ n'okpuru eze Leman, Ma na o gosịrị ikike n'ebe ha nọ, ma tinyere ha [b]ọrụ, ma tinyere ha ndị-isi-ọrụ.
10 Ma o wee ruo na mkpagbu ha nile karịrị ukwuu nke mere na ha malitere ibekusi Chineke akwa ike.
11 Ma Amiulọn nyere ha iwu na ha ga-akwụsị ibe akwa ha nile; ma o tinyere ha ndị-nche iche ha, na onye-ọbụla a ga achọta na-akpọ aha Chineke a ga-egbu ya.
12 Ma Alma na ndị ya eweliteghị olu ha elu nye Onye-nwe Chineke ha, mana ha [a]wụpụtara obi ha nile nye ya; ma ọ matara echiche nile nke obi ha nile.
13 Ma o wee ruo na olu nke Onye-nwe bịaruru ha n'ime mkpagbu ha nile, na-asị: Welite isi unu nile ma nwe nkasi-obi dị mma, n'ihi na a ma m maka ọgbụgba-ndụ ahụ nke unu meworo nye m; ma a ga m agbandụ mụ na ndị m ma napụta ha site n'ịbụ-oru.
14 Ma a ga kwa m eme ka ibuarọ nile unu dị mfe nke a tụkwasịworo n'elu ubu unu nile, na ọbụna unu agaghị enwe mmetụta mgbu ha n'elu azụ unu nile, ọbụna mgbe unu nọ n'ịbụ-oru; ma nke a ka m ga-eme ka unu

**24** 8*a* OznỌd. 121:39.
9*a* Mosa. 17:1–4; 23:9.
*b* Mosa. 21:3–6.
12*a* NGAN Ekpere.

wee guzoro dịka [a]ndị aka-ebe
nye m ma emesịa, ma na unu
ga-amata n'ezie na m, Onye-
nwe Chineke, na-eleta ndị m na
[b]mkpagbu ha nile.
15 Ma ugbua o wee ruo na ibu-
arọ nile nke atụkwasịrị Alma
na ụmụnne ya nwoke ka e mere
ka ha dị mfe; e, Onye-nwe mere
ka ha [a]gbasie ike ka ha wee
bulie [b]ibu-arọ ha nile n'inwere
onwe, ma ha nyere onwe ha
n'ọñụ ma were [c]ndidi ruo n'ọ-
chịchọ nile nke Onye-nwe.
16 Ma o wee ruo na okwukwe
ha dị ọke ukwuu, na ndidi ha,
na olu nke Onye-nwe bịakwute-
re ha ọzọ, na-asị: Nwee ezigbo
nkasi-obi, n'ihi na n'echi ya a ga
m anapụta unu site n'ịbụ-oru.
17 Ma ọ sịrị Alma: I ga-aga
n'iru ndị a, ma a ga m eso gị gaa
ma napụta ndị a site [a]n'ịbụ-oru.
18 Ugbua o wee ruo na Alma
na ndị ya n'oge abalị chịkọtara
igwe-anụ ha nile ọnụ, na kwa
ụfọdụ mkpụrụ-akụkụ ha; e,
ọbụna n'abalị nile ahụ ka ha na-
achịkọta igwe-anụ ha nile ọnụ.
19 Ma n'ụtụtụ Onye-nwe
mere ka [a]ụra dị omimi bịakwa-
sị ndị Leman, e, na ndị isi-ọrụ
ha nọ n'ụra miri emi.
20 Ma Alma na ndị ya pụrụ
baa n'ime ọzara ahụ; ma mgbe
ha gaworo njem ụbọchị nile
ha rụnyere ụlọ ikwuu ha n'otu
ndagwụrụgwụ, ma ha kpọrọ
ndagwụrụgwụ ahụ Alma, n'ihi
na o duru ha ụzọ n'ime ọzara
ahụ.
21 E, ma n'ime ndagwụrụgwụ
Alma ahụ ha wụpụtara [a]ekele
ha nye Chineke n'ihi na o me-
woro ha ebere, ma mee ka ibu-
arọ ha dị mfe, ma napụtawo ha
site n'ịbụ-oru; n'ihi na ha nọrọ-
rịị n'ịbụ-oru, ma ọdighị onye
nwere ike ịnapụta ha ma ọbụ-
ghị Onye-nwe Chineke ha.
22 Ma ha nyere Chineke ekele,
e, ndị nwoke ha nile na ndị
nwanyị ha nile na ụmụ ha nile
ndị nwere ike ikwu okwu weli-
tere olu ha nile elu n'otuto nile
nke Chineke ha.
23 Ma ugbua Onye-nwe sịrị
Alma: Mee ngwa ngwa ma kpọ-
rọ onwe gị na ndị a pụọ site
n'ala nke a, n'ihi na ndị Leman
etetawo n'ụra ma na-achụ gị;
ya mere pụọ site n'ala nke a, ma
a ga m akwụsị ndị Leman n'i-
me ndagwụrụgwụ a ka ha gha-
ra ịbịa karịa n'ebe a n'ịchụ ndị
a.
24 Ma o wee ruo na ha pụrụ
site na ndagwụrụgwụ ahụ, ma
were njem ha baa n'ime ọzara
ahụ.
25 Ma mgbe ha nọworo n'ime
ọzara ahụ ụbọchị iri na abụọ ha
bịaruru n'ala nke Zarahemla;
ma eze Mosaịa nabatakwara ha
n'ọñụ.

## ISI 25

*Ndị agbụrụ nke Miulek bi na Zarahemla wee ghọọ ndị Nifaị—Ha matara maka ndị Alma na*

14*a* NGAN Aka-ebe.
*b* NGAN Ihe Isi-ike.
15*a* Mat. 11:28–30.
*b* Alma 31:38; 33:23.
*c* OznỌd. 54:10. NGAN Ndidi.
17*a* NGAN Ndọkpụ n'Agha.
19*a* 1 Sam. 26:12.
21*a* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.

*maka ndị Zinịf—Alma wee mee*
*Lịmhaị baptism na ndị ya nile—*
*Mosaịa wee nye Alma ikike ịhazi*
*Nzukọ-nsọ nke Chineke. Ihe dịka*
*n'afọ 120 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua eze Mosaịa mere ka
a kpọkọta ndị ahụ nile ọnụ.
2 Ugbua enweghị ọtụtụ ụmụ
nke Nifaị, ma-ọbụ ọtụtụ ndị bụ
agbụrụ nke Nifaị, dịka e nwere
na [a]ndị nke Zarahemla, onye bụ
agbụrụ nke [b]Miulek, na ndị nke
soro ya bịa n'ime ọzara ahụ.
3 Ma e nweghị ọtụtụ ndị nke
Nifaị na ndị nke Zarahemla dịka
e nwere na ndị nke Leman; e,
ha adịghị ọkara otu ahụ n'ọnụ-
ọgụgụ.
4 Ma ugbua ndị nke Nifaị nile
ka akpọkọtara ọnụ, na kwa ndị
nke Zarahemla nile, ma ha ka
akpọkọtara ọnụ n'òtù abụọ.
5 Ma o wee ruo na Mosaịa
gụrụ, ma mee ka a gụọ akụkọ-
ndekọta nile nke Zinịf nye
ndị ya; e, ọ gụrụ akụkọ-ndekọ-
ta nile nke ndị Zinịf, site n'oge
ha hapụrụ ala nke Zarahemla
ruo mgbe ha laghachịrị ọzọ.
6 Ma ọ gụkwara nkọwasị nke
Alma na ụmụnne ya nwoke, na
mkpagbu ha nile, site n'oge ha
hapụrụ ala nke Zarahemla ruo
oge ha laghachịrị ọzọ.
7 Ma ugbua, mgbe Mosaịa
bịaworo na ngwụcha nke ịgụ-
pụta akụkọ-ndekọta nile ndị
ahụ, ndị ya ndị nọdụrụ n'ala
ahụ jupụtara n'ịtụ-n'anya na
obi añụrị.
8 N'ihi na ha amaghị ihe ha
ga-eche; n'ihi na mgbe ha hụrụ
ndị ahụ a napụtaworo [a]site n'ị-
bụ-oru ha jupụtara na oke ọñụ
karịrị akarị.
9 Ma ọzọ, mgbe ha chetara
maka ụmụnne ha nwoke ndị
nke ndị Leman gbuworo ha
jupụtara na mwute, ma ọbụna
gbaa ọtụtụ anya-mmiri nke
mwute.
10 Ma ọzọ, mgbe ha chetara
maka ịdị mma Chineke nke
mgbe ahụ, na ike ya n'ịnapụta
Alma na ụmụnne ya nwoke site
n'aka ndị Leman na nke ịbụ-oru,
ha welitere olu ha nile ma nye
Chineke ekele.
11 Ma ọzọ, mgbe ha chetara
maka ndị Leman ndị, bụ ụmụn-
ne ha nwoke, maka ọnọdụ
mmehie na mmerụ ha nọ, ha ju-
pụtara na [a]ihe mgbu na nnukwu
mgbu nke obi maka ọdịmma
nke [b]mkpụrụ-obi ha nile.
12 Ma o wee ruo na ndị bụ
ụmụ nke Amiulọn na ụmụnne
ya nwoke, ndị kpọrọworo ụmụ
ada nke ndị Leman ka ha bụrụ
ndị nwunye ha, nwere obi ọjọọ
na akparama agwa nke ndị nna
ha, ma a gaghị akpọkwa ha aha
ndị nna ha ọzọ, ya mere ha we-
kwasịrị onwe ha aha nke Nifaị,
ka e wee kpọọ ha ụmụ Nifaị
ma gụnye ha n'etiti ndị ahụ a
kpọrọ ndị Nifaị.
13 Ma ugbua ndị nke
Zarahemla nile ka [a]a gụnyere
na ndị Nifaị, ma nke a n'ihi
na ala-eze ahụ adịghị onye

**25** 2*a* Omnai 1:13–19.
*b* Hil. 6:10.
NGAN Miulek.
8*a* Mosa. 22:11–13.
11*a* Mosa. 28:3–4;
Alma 13:27.
*b* NGAN Mkpụrụ-obi—
Ọnụ-ahịa nke
mkpụrụ-obi nile.
13*a* Omnai 1:19.

enyefeworo ya n'aka, ọdịghị ndị ọzọ ma ọbụghị ndị ahụ bụ agbụrụ nke Nifaị.
14 Ma ugbua o wee ruo na mgbe Mosaịa bịaworo na ngwụcha nke ikwu okwu na ịgụpụtara ndị ahụ ihe, ọ chọsịrị ike na Alma ga kwa agwa ndị ahụ okwu.
15 Ma Alma gwara ha okwu, mgbe ha gbakọtara ọnụ na nnukwu òtù nile, ma ọ gara site n'otu òtù ruo nke ọzọ, na-ekwusara ndị ahụ okwu nchegharị na okwukwe n'Onye-nwe.
16 Ma ọ gbara ndị nke Lịmhaị na ụmụnne ha nwoke ume, ndị nile ahụ a napụtaworo site n'ịbụ-oru, ka ha wee cheta na ọ bụ Onye-nwe napụtara ha.
17 Ma o wee ruo na mgbe Alma kuziworo ndị ahụ ọtụtụ ihe, ma bịawo na ngwụcha nke ịgwa ha okwu, na eze Lịmhaị chọsịrị ike na a ga-eme ya baptism; ma ndị ya nile chọsịrị ike na a ga-eme kwa ha baptism.
18 Ya mere, Alma gabara n'ime mmiri ahụ ma [a]mee ha baptism; e, o mere ha baptism n'ụdị ahụ o jiri mee ụmụnne ya nwoke n'ime [b]mmiri nile nke Mọmọn; e, ma ka ha ra bụ ndị o mere baptism bụụrụ nke nzukọ-nsọ nke Chineke; ma nke a n'ihi okwukwe ha n'okwu nile nke Alma.
19 Ma o wee ruo na eze Mosaịa kwenyere Alma ka o wee wuo ụlọ-nzukọ gburu-gburu ala Zarahemla nile; ma nye ya [a]ike ichi ndị nchụ-aja na ndị nkuzi nile echichi nye ụlọ nzukọ-nsọ ọbụla.
20 Ugbua nke a ka e mere n'ihi na e nwere ọtụtụ mmadụ nke mere na ha nile agaghị ekwe nchịkọta n'aka otu onye nkuzi; ọbụghị ma ha nile ga-anụ okwu Chineke n'ime otu ọgbakọ.
21 Ya mere ha kpọkọtara onwe ha ọnụ n'òtù dị iche iche, a na-akpọ nzukọ-nsọ nile; nzukọ-nsọ ọbụla nwere ndị nchụ-aja ha na ndị nkuzi ha, na onye nchụ-aja ọbụla na-ekwusa okwu ahụ dịka otu esị kuziere ya site n'ọnụ nke Alma.
22 Ma otu a, na-agbanyeghị na e nwere ọtụtụ nzukọ-nsọ ha nile bụ otu [a]nzukọ-nsọ, e, ọbụna nzukọ-nsọ nke Chineke; n'ihi na ọdịghị ihe ọbụla e kwusara n'ime nzukọ-nsọ nile ahụ ma ọbụghị nchegharị na okwukwe n'ime Chineke.
23 Ma ugbua e nwere nzukọ-nsọ asaa n'ala nke Zarahemla. Ma o wee ruo na ndị ọbụla nke chọrọ ibukwasị onwe ha [a]aha nke Kraịst, ma-ọbụ nke Chineke, ha sonyere nzukọ-nsọ nile nke Chineke;
24 Ma a kpọrọ ha [a]ndị nke Chineke. Ma Onye-nwe wụpụtara ha Mụọ ya, ma a gọziri ha, ma ha mere nke-ọma n'ala ahụ.

## ISI 26

*Ọtụtụ ndị otu Nzukọ-nsọ ahụ ka e dubara n'ime mmehie site n'aka*

18*a* Mosa. 21:35.
*b* Mosa. 18:8–17.
19*a* NGAN Ọkwa Nchụ-aja.
22*a* Mosa. 18:17.
23*a* NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
24*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ.

*ndị na-ekweghị-ekwe — Alma ka e kwere nkwa ndụ ebighi-ebi — Ndị chegharịrị ma e mee ha baptism ritara mgbaghara mmehie — Ndị otu Nzukọ-nsọ nọ n'ime mmehie ndị chegharịrị ma kwupụtara Alma na Onye-nwe mmehie ha ka a gaagbaghara; ma ọ dịghị otu a, a gaghị agụnye ha n'ọnụ-ọgụgụ ndị Nzukọ-nsọ. Ihe dịka n'afọ 120 ruo 100 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na e nwere
ọtụtụ nke ọgbọ ndị na-etolite
etolite ndị na-enweghị-ike ịghọ-
ta okwu nile nke eze Benjamịn,
ebe ha bụ ụmụ-ntakịrị n'oge ọ
gwara ndị ya okwu; ma ha
ekweghị n'omenala nke ndị
nna ha.
2 Ha ekweghị ihe e kwuworo
gbasara mbilite n'ọnwụ nke ndị
nwụrụ anwụ ahụ, ọbụghị ma ha
kwere gbasara ọbịbịa nke Kraịst.
3 Ma ugbua n'ihi ekweghị-
ekwe ha, ha enweghị ike [a]ịghọ-
ta okwu nke Chineke; ma obi ha
nile ka e mere ka ha sie ike.
4 Ma ha achọghị ime baptism;
ọbụghị ma ha chọrọ isonye
na nzukọ-nsọ ahụ. Ma ha bụ
ndị nọ iche dịka okwukwe
ha, ma nọgide otu a mgbe e me-
sịrị, ọbụna n'ime [a]ọnọdụ anụ-
arụ na mmehie ha, n'ihi na
ha achọghị ịkpọku Onye-nwe
Chineke ha.
5 Ma ugbua n'ọchịchị nke Mo-
saịa ha erughị ọkara n'ọnụ-
ọgụgụ ka ndị nke Chineke; ma
n'ihi [a]nghọtahịe nile dị n'etiti
ụmụnne nwoke ahụ ha wee
karịa n'ọnụ-ọgụgụ.
6 N'ihi na o wee ruo na ha
ghọgburu ọtụtụ site n'okwu
otuto n'esighị n'obi ha nile, ndị
nọ na nzukọ-nsọ ahụ, ma mee
ha ka ha mee ọtụtụ mmehie; ya
mere o wee dị mkpa na ndị ahụ
mere mmehie, bụ ndị nọ na
nzukọ-nsọ ahụ, kwesịrị ka a
[a]dọọ ha aka na ntị site na nzu-
kọ-nsọ ahụ.
7 Ma o wee ruo na a kpọtara
ha n'iru ndị nchụ-aja ahụ, ma
nyefee ha ndị nchụ-aja ahụ site
n'aka ndị nkuzi ahụ; ma ndị
nchụ-aja ahụ kpọtara ha n'iru
Alma, onye bụ [a]onye isi nchụ-
aja.
8 Ugbua eze Mosaịa enyeworị
Alma ikike ilekọta nzukọ-nsọ
ahụ.
9 Ma o wee ruo na Alma ama-
taghị gbasara ha; mana e nwere
ọtụtụ ndị aka-ebe megide ha; e,
ndị ahụ guzoro ma gbaa ama
maka ajọọ-omume ha n'uju ya.
10 Ugbua e nweghị ihe dị otu
a meworo mbụ na nzukọ-nsọ
ahụ; ya mere Alma nwere
mmekpa-arụ n'ime mụọ ya,
ma o mere ka a kpọta ha n'iru
eze ahụ.
11 Ma ọ sịrị eze ahụ: Lee,
n'ebe a ka ọtụtụ nọ ndị anyị
kpọtaworo n'iru gị, ndị ụmụn-
ne ha nwoke boworo ebubo; e,
ma e jidewo ha n'ime ọtụtụ
ajọọ-omume dị iche iche. Ma ha
anaghị echegharị site n'ajọọ-
omume ha nile; ya mere anyị

**26** 3*a* NGAN Nghọta.
4*a* NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
5*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe; Ndọrọ-ndọrọ.
6*a* Alma 5:57–58; 6:3. NGAN Dọọ-aka-na-ntị, Ịdọ-aka-na-ntị.
7*a* Mosa. 29:42.

akpọtawo ha n'iru gị, ka ị wee
kpee ha ikpe dịka ịda-iwu ha
nile siri dị.
12 Mana eze Mosaịa sịrị Alma:
Lee, anaghị m ekpe ha ikpe; ya
mere e [a]nye m ha n'aka gị ka e
kpee ha ikpe.
13 Ma ugbua mụọ nke Alma
nwekwara mmekpa-arụ ọzọ;
ma ọ gara ma jụta n'aka Onye-
nwe ihe ọ ga-eme gbasara ihe
nke a, n'ihi na ọ tụrụ egwu na ọ
ga-eme ajọọ ihe n'anya nke
Chineke.
14 Ma o wee ruo na mgbe ọ
wụpụtasịworo mkpụrụ-obi ya
nile nye Chineke, olu nke
Onye-nwe bịaruru ya, na-asị:
15 Ngọzi na-adịrị gị, Alma,
ma ngọzi na-adịrị ha bụ ndị e
mere baptism n'ime [a]mmiri nile
nke Mọmọn. I na-adị ngọzi n'ihi
[b]okwukwe gị karịrị akarị n'o-
kwu nile nanị nke nwa-oru m
Abịnadaị.
16 Ma ngọzi na-adịrị ha n'ihi
okwukwe ha karịrị akarị n'okwu
nile nanị nke ị gwaworo ha.
17 Ma ngọzi na-adịrị gị n'ihi
na ị hiwewo [a]nzukọ-nsọ n'etiti
ndị a; ma a ga-ehiwe ha, ma ha
ga-abụ ndị m.
18 E, ngọzi dịrị ndị a ndị dị na
njikere iburu [a]aha m; n'ihi na
n'aha m ka a ga-akpọ ha; ma ha
bụ nke m.
19 Ma n'ihi na ị jụtawo n'aka
m gbasara onye-njehie ahụ ị na-
adị ngọzi.
20 Ị bụ nwa-oru m; ma a gbara
m ndụ mụ na gị na i wee nwee
[a]ndụ ebighi-ebi; ma ị ga e jere
m ozi ma gaa n'iru n'aha m, ma
ị ga-achịkọta atụrụ m n'otu ebe.
21 Ma onye nke ga-anụ olu
m ga-abụ [a]atụrụ m; ma ya ka
unu ga-anabata n'ime nzụko-
nsọ ahụ, ma ya ka m ga kwa
anabata.
22 N'ihi na lee, nke a bụ nzu-
kọ-nsọ m; onye ọbụla e [a]mewo-
ro baptism a ga-eme ya baptism
ruo na ncheghari. Ma onye
ọbụla unu nabatara ga-ekwere
n'aha m; ma ya ka m ga [b]agba-
ghara n'efu.
23 N'ihi na ọ bụ m [a]na-ebu-
kwasị onwe m mmehie nile nke
ụwa; n'ihi na ọ bụ m [b]keworo
ha; ma ọ bụ m na-enye onye nke
kwere ekwe ruo ọgwụgwụ, ọnọ-
dụ n'aka nri m.
24 N'ihi na lee, n'aha m ka
a kpọrọ ha; ma ọbụrụ na ha
[a]matara m ha ga-abịarute,
ma ga-enwe ọnọdụ ebighi-ebi
n'aka nri m.
25 Ma ọ ga-eru na mgbe [a]opi
nke ugboro abụọ ga-ada mgbe
ahụ ka ndị [b]na-amatabeghị
m ga-abịarute, ma ga-eguzoro
n'iru m.
26 Ma mgbe ahụ ka ha ga-ama-
ta na m bụ Onye-nwe Chineke

12*a* OznỌd. 42:78–93.
15*a* Mosa. 18:30.
*b* Mosa. 17:2.
NGAN Okwukwe.
17*a* Mosa. 25:19–24.
18*a* Mosa. 1:11; 5:8.
NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
20*a* NGAN Ahọpụtara; Nhọpụta; Ndụ Ebigh-ebi.
21*a* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
22*a* 2 Nif. 9:23.
NGAN Baptism, Mee Baptism.
*b* NGAN Gbaghara; Nsachapụ nke Mmehie nile.
23*a* NGAN Onye-mgbapụta.
*b* NGAN Kee, Okike.
24*a* Jọn 17:3.
25*a* OznỌd. 88:99, 109.
*b* OznỌd. 76:81–86.

ha, na m bụ Onye-mgbapụta ha; mana a gaghị a gbapụta ha.
27 Ma mgbe ahụ a ga m ekwupụtara ha na ọdịghị mgbe m [a]matara ha; ma ha [b]ga-apụ baa n'ime [c]ọkụ mgbe nile na-adigide a kwadobere nye ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nile.
28 Ya mere a sị m gị, na onye nke na-agaghị [a]anụ olu m, onye ahụ ka unu na-agaghị anabata na nzukọ-nsọ m, n'ihi na ọ bụ ya ka m na-agaghị anabata n'ụbọchị ikpe-azụ.
29 Ya mere a sị m gị, Gaa; ma onye ọbụla jehiere megide m, ya ka ị [a]ga-ekpe ikpe [b]dịka mmehie nile nke o meworo siri dị; ma ọbụrụ na [c]o kwupụta mmehie ya nile n'iru gị na mụ, ma [d]chegharịa n'ezigbo obi ya, ya ka ị [e]ga-agbaghara, ma a ga m agbaghara kwa ya.
30 E, ma [a]ugbọrọ ole ọbụla ndị m [b]chegharịrị ka m ga-agbaghara ha njehie ha nile megide m.
31 Ma [a]unu ga kwa na-agbagharịtara onwe unu njehie unu nile; n'ihi na n'ezie a sị m unu, onye nke na-anaghị agbaghara onye-agbata-obi ya njehie ya nile mgbe ọ sịrị na o chegharịala, onye ahụ ewetawo onwe ya n'okpuru amam-ikpe.
32 Ugbua a sị m gị, Gaa; ma onye ọbụla na-agaghị echegharị site na mmehie ya nile onye ahụ ka ana-agaghị agụnye n'etiti ndị m; ma nke a ka a ga na-eme site n'oge a gaa n'iru.
33 Ma o wee ruo mgbe Alma nụworo okwu nile ndị a, o dedara ha ka o wee nwere ha, ma na ka o wee na-ekpe ndị nke nzukọ-nsọ ahụ ikpe dịka iwunsọ nile nke Chineke siri dị.
34 Ma o wee ruo na Alma gara ma kpee ndị ahụ na-eme ajọọomume ikpe, dịka okwu nke Onye-nwe siri dị.
35 Ma ndị ọbụla chegharịrị na mmehie ha nile ma wee [a]kwupụta ha, ha ka ọ gụnyere n'etiti ndị nke nzukọ-nsọ ahụ.
36 Ma ndị nke na-agaghị ekwupụta mmehie ha nile ma chegharịa site n'ajọọ-omume ha, ndị ahụ ka a na gụnyeghị n'etiti ndị nzukọ-nsọ ahụ, ma aha ha nile ka [a]ehichapụrụ.
37 Ma o wee ruo na Alma haziri ihe omume nile nke nzukọ-nsọ ahụ; ma ha malitere ọzọ inwe udo na ime nke-ọma karịa n'ihe omume nile nke nzukọ-nsọ ahụ, na-aga n'ihi-aka-n'anya n'iru Chineke, na-anabata ọtụtụ, ma na-eme ọtụtụ baptism.
38 Ma ugbua ihe ndị a nile ka Alma na ndị otu ọrụ ya mere ndị na-elekọta nzukọ-nsọ ahụ, na-aga na mgbalị nile, na-akụzi okwu nke Chineke n'ihe nile,

27*a* Mat. 7:21–23.
*b* Luk 13:27.
*c* OznỌd. 76:43–44.
28*a* 2 Nif. 9:31; OznỌd. 1:14.
29*a* NGAN Kpee, Ikpe.
*b* NGAN Inye Nkọwasị, Nkọwasị, Nwe Nkọwasị.
*c* 3 Nif. 1:25. NGAN Kwupụta, Nkwupụta.
*d* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*e* NGAN Gbaghara.
30*a* Moro. 6:8.
*b* Ezik. 33:11, 15–16; Ọlndoz. 3:19–20; Mosa. 29:19–20.
31*a* 3 Nif. 13:14–15; OznỌd. 64:9–10.
35*a* NGAN Kwupụta, Nkwupụta.
36*a* Ọpụ. 32:33; Alma 1:24. NGAN Akwụkwọ nke Ndụ; Chụpu n'Otu.

na-ata ụdị ahụhụ na mkpagbu
nile dị iche-iche, ebe a na-
esogbu ha site n'aka ndị nile
na-abụghị nke nzukọ-nsọ nke
Chineke ahụ.
39 Ma ha dọrọ ụmụnne ha
nwoke aka na ntị; ma ha ka a
[a]dọkwara aka na ntị, onye ọbụla
site n'okwu nke Chineke, dịka
mmehie ya nile siri dị, ma-ọbụ
na mmehie nile nke o meworọ-
rịị, ebe e nyere ha iwu site n'aka
Chineke [b]ikpe ekpere esepụghị
aka, na inye [c]ekele n'ihe nile.

## ISI 27

*Mosaịa jụrụ mkpagbu ma nye iwu ịha n'otu — Alma nke nta na ụmụ nwoke anọ nke Mosaịa wee chọọ ibibi Nzukọ-nsọ ahụ — Mụọ-ozi wee pụta ma nye ha iwu ịkwụsị ajọọ-ụzọ ha — Alma ka a kụrụ ogbu — Mmadụ nile ka a ga-amụrịrị ọzọ iji nweta nzọpụta — Alma na ụmụ nwoke nke Mosaịa kwupụtara ozi ọma. Ihe dịka n'afọ 100 ruo 92 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na inye-
nsogbu nile nke e mere megide
nzukọ-nsọ ahụ site na ndị na-
ekweghị ekwe bịara dị ukwuu
nke mere na nzukọ ahụ malite-
re ịtamụ, ma kpesara ndị ndu
ha gbasara ihe ahụ; ma ha kpe-
saara Alma. Ma Alma tọgbọrọ
esem-okwu ahụ n'iru eze ha,
Mosaịa. Ma Mosaịa chọrọ ndụ-
mọdụ n'aka ndị nchụ-aja ya.
2 Ma o wee ruo na eze Mosaịa
zipụrụ ima-ọkwa gburu-gburu
ala ahụ nile na ọ gaghị enwe
onye na-ekweghị ekwe [a]ga-eso-
gbu onye ọbụla bụ onye nke
nzukọ-nsọ nke Chineke ahụ.
3 Ma e nwere iwu siri ike na
nzukọ nsọ ahụ nile na a gaghị
enwe inye nsogbu n'etiti ha,
na a ga-enwe [a]ịha n'otu n'etiti
mmadụ nile.
4 Na ha agaghị ekwe ka mpa-
ko ma-ọbụ nganga nye [a]udo ha
nsogbu; ka onye ọbụla [b]were
onye agbata obi ya dịka onwe
ya, na-arụ ọrụ n'aka nke ha
n'onwe ha maka nkwado nke
onwe ha.
5 E, ma ndị nchụ-aja ha nile
na ndị nkuzi nile [a]ga-arụ ọrụ
n'aka nke ha n'onwe ha maka
nkwado nke onwe ha, n'ihe
nile ma ọbụghị ma-ọbụ n'ọrịa,
ma-ọbụ na nnukwu mkpa; ma
n'ime ihe ndị a nile, ha jupụta-
ra na [b]amara nke Chineke.
6 Ma nnukwu udo malitere ịdị
ọzọ n'ala ahụ; ma ndị ahụ mali-
tere ịdị imerime n'ọnụ ọgụgụ,
ma malite ịgbasa n'obodo ndị
ọzọ n'elu iru nke ụwa ahụ, e,
n'elu elu ma na ndịda ndịda,
n'ọwụwa anyanwụ na n'ọdịda
anyanwụ, na-ewu nnukwu obo-
do-ukwu nile na ọnụmara nile
na n'akụkụ nile nke ala ahụ.
7 Ma Onye-nwe letara ha ma
mee ka ha mee nke ọma, ma ha
ghọrọ ndị dị ukwuu na ndị nwe-
re akụ na ụba.

39*a* ngan Dọọ-aka-na-ntị, Ịdọ-aka-na-ntị.
*b* 2 Nif. 32:8–9.
*c* ngan Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
**27** 2*a* ngan Inye Nsogbu, Mkpagbu.
3*a* Mosa. 23:7; 29:32.
4*a* ngan Udo.
*b* ngan Were n'Ụzọ Dị Elu Maka.
5*a* Mosa. 18:24, 26.
*b* ngan Amara.

8 Ugbua ụmụ nwoke nke
Mosaịa ka a gụnyere n'etiti ndị
n'ekweghị-ekwe; na kwa otu
n'ime [a]ụmụ Alma ka agụnyere
n'etiti ha, ebe a kpọrọ ya Alma,
n'iso aha nna ya; otu o sila dị,
ọ ghọrọ nnukwu ajọọ-mmadụ
na [b]onye-na-efe arụsị. Ma ọ bụ
nwoke nke ọtụtụ okwu, ma na-
agwa ndị mmadụ okwu otuto
na-erughị n'obi; ya mere o du-
bara ọtụtụ mmadụ ime ụdị
ajọọ-omume ya nile.
9 Ma ọ ghọrọ nnukwu ọdachị
nye ime nke ọma nke nzukọ-
nsọ nke Chineke ahụ; [a]na-ezu-
pụ obi nile nke ndị mmadụ; na-
ebute nnukwu nghọtahịe n'eti-
ti ndị ahụ; na-enye onye-iro
nke Chineke ohere ime ike ya
n'arụ ha.
10 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe ọ na-agagharị ibibi nzu-
kọ-nsọ nke Chineke, n'ihi na ọ
na-agagharị na nzuzo ya na
ụmụ nwoke nke Mosaịa na-achọ
ibibi nzukọ-nsọ ahụ, na iduhie
ndị nke Onye-nwe ahụ, megide
iwu-nsọ nile nke Chineke, ma-
ọbụ ọbụna nke eze ahụ—
11 Ma dịka m gwara unu,
dịka ha na-agagharị [a]na-enu-
pu-isi megide Chineke, lee,
[b]mụọ-ozi nke Onye-nwe [c]pụta-
ra, gosị ha onwe ya; ma ọ rịda-
tara n'ụdị dịka n'ime igwe oji;
ma o kwuru okwu n'ụdị dịka
ijiri olu nke egbe-elu-igwe, nke
mere ka ala ahụ nke ha guzoro
n'elu ya maa jijiji;
12 Ma ịtụ-n'anya ha dị oke
ukwuu, nke mere na ha dara
n'ala, ma ha aghọtaghị okwu
nile nke ọ gwara ha.
13 Otu o sila dị o tiri mkpu ọzọ
na-asị: Alma, bilie ma guzoro
ọtọ, n'ihi gịnị mere ị na-esogbu
nzukọ-nsọ nke Chineke? N'ihi
na Onye-nwe asịwo: [a]Nke a bụ
nzukọ-nsọ m, ma a ga m ewulite
ya; ma ọdịghị ihe ga-akwatụ ya,
ma ọbụghị njehie nke ndị m.
14 Ma ọzọ, mụọ-ozi ahụ sịrị:
Lee, Onye-nwe anụwo [a]ekpere
nile nke ndị ya, na kwa ekpere
nile nke nwa-oru ya, Alma, onye
bụ nna gị; n'ihi na o kpewo
ekpere jiri nnukwu okwukwe
gbasara gị ka a kpọbata gị n'ọ-
mụma nke ezi-okwu ahụ; ya
mere, n'ihi nke a ka m bịaworo
ime ka ikwenye maka ike na iki-
ke nke Chineke, na [b]ekpere nile
nke ụmụ-oru ya ga-enwe ọsịsa
dịka okwukwe ha siri dị.
15 Ma ugbua lee, ị nwere ike
ịrụ ike nke Chineke ụka? N'ihi
na lee, olu m ọ maghị ala jijiji?
Ma ị nweghịkwa ike ịhụ m
n'iru gị? Ma e zitara m site na
Chineke.
16 Ugbua a sị m gị: Gaa, ma
cheta ndọkpụ n'agha nke ndị
nna gị n'ala nke Hilam, na n'ala
nke Nifaị; ma cheta ụdị nnukwu
ihe nile o mewooro ha; n'ihi na
ha nọrọ n'ịbụ-oru, ma ọ [a]napụ-
tawo ha. Ma ugbua a sị m gị,
Alma, gaa n'ụzọ gị, ma achọ-
kwala ibibi nzukọ-nsọ ahụ ọzọ,

8*a* NGAN Alma, Nwa-nwoke nke Alma.
*b* NGAN Ife Arụsị.
9*a* 2 Sam. 15:1–6.
11*a* NGAN Nnupụ-isi.
*b* NGAN Mụọ-ozi nile.
*c* Ọlndoz. 9:1–9; Alma 8:15.
13*a* NGAN Jisus Kraịst—Onye-isi Nzukọ-nsọ.
14*a* Alma 10:22.
*b* Mọm 9:36–37.
16*a* Mosa. 23:1–4.

ka e wee zaa ekpere nile ha, ma
nke a ọbụna ma ọbụrụ na ị ga-
achọ n'onwe gị ka a chụpụ gị.
17 Ma ugbua o wee ruo na
ndị a bụ okwu ndị ikpe-azụ nke
mụọ-ozi ahụ gwara Alma, ma o
wee pụọ.
18 Ma ugbua Alma na ndị ahụ
ya na ha nọ dara ọzọ n'ala, n'ihi
na ịtụ-n'anya ha dị ukwuu na
site n'anya nke ha, ha ahụwo
mụọ-ozi nke Onye-nwe; ma
olu ya dị ka egbe-elu-igwe, nke
mere ka ala maa jijiji; ma ha
matara na o nweghị ihe ọzọ ma
ọbụghị ike nke Chineke nke
nwere ike ime ka ala maa jijiji
ma mee ka ọ maa jijiji dịka ọ ga
ekewasi ekewasị.
19 Ma ugbua ịtụ-n'anya nke
Alma diịrị oke egwu nke mere
na ọ dara ogbu, na o nweghị ike
ịsaghee ọnụ ya; e, ma ọ dịghị-
kwa ike, ọbụna nke mere na o
nweghị ike imeghari aka ya
abụọ; ya mere ndị ha na ya nọ
kpọrọ ya, ma buru ya na-ẹnwe-
ghị enye m aka, ọbụna ruo mgbe
a tọgbọrọ ya n'iru nna ya.
20 Ma ha kwugharịrị nye nna
ya ihe nile nke meworo ha; ma
nna ya ñụrịrị ọñụ, n'ihi na ọ ma-
tara na ọ bụ ike nke Chineke.
21 Ma o mere ka igwe-mmadụ
gbakọta ọnụ ka ha wee hụrụ
ihe Onye-nwe meworo nwa ya
nwoke, na kwa maka ndị ha na
ya nọ.
22 Ma o mere ka ndị nchụ-aja
kpọkọta onwe ha ọnụ; ma ha
malitere ibu ọnụ, na ikpe
ekpere nye Onye-nwe Chineke
ha ka o meghee ọnụ Alma, ka
o wee kwuo okwu, na kwa
na ụkwụ na aka ya nile ga-
anata ume ha — ka anya ndị
ahụ wee meghee ịhụ ma mata
maka ịma mma na ebube nke
Chineke.
23 Ma o wee ruo mgbe ha
buworo ọnụ ma kpee ekpere
mkpụrụ ụbọchị abụọ na abalị
abụọ, ụkwụ na aka nile nke
Alma natara ume ha, ma o bili-
tere ọtọ ma malite ịgwa ha
okwu, na-arịọ ka ha nọdụ n'e-
zigbo nkasi-obi.
24 N'ihi na, o kwuru, E
chegharịwo m site na mmehie
m nile, ma a [a]gbapụtawo m site
n'Onye-nwe; lee a mụwo m site
na Mụọ ahụ.
25 Ma Onye-nwe sịrị m: Ya
atụla gị n'anya na mmadụ nile,
e, ndị nwoke na ndị nwanyị,
mba nile, ebo nile, asụsụ nile
na ndị mmadụ, a ga [a]amụrịrị ha
ọzọ; e, mụọ ha na Chineke, [b]gba-
nwee ha site [c]n'anụ arụ ha na
ọnọdụ ọdịda ha, baa n'ọnọdụ
nke ezi-omume, ebe Chineke
gbapụtaworo ha, ịghọ ụmụ ya
ndị nwoke na ndị nwanyị;
26 Ma otu a ha ghọọ ndị e kere
ọhụrụ; ma ma-ọbụghị na ha
mere nke a, [a]ha agaghị enwe
ike n'ụzọ ọbụla iketa ala-eze
Chineke ahụ.
27 A sị m unu, ma-ọbụghị na
nke a bụ ihe mere, a ga atufu

24*a* 2 Nif. 2:6–7. ngan Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
25*a* Ndi Rom 6:3–11; Mosa. 5:7; Alma 5:14; Moses 6:59. ngan Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
*b* Mosa. 3:19; 16:3.
*c* ngan Nke Anụ Arụ.
26*a* Jọn 3:5.

ha; ma nke a ka m matara, n'ihi
na a dị m ka a ga atufu m.
28 Otu o sila dị, mgbe m wa-
gharịsịworo gafee oke mkpa-
gbu, na-echeghari ruo nso
ọnwụ, Onye-nwe n'obi ebere
ahụwo n'okwesịrị ịpụnarịpụta
m site [a]n'ire ọkụ mgbe nile
na-adigide, ma a mụwo m site
na Chineke.
29 Mkpụrụ-obi m ka a gbapụ-
taworo site n'ime olulu ilu
na agbu nile nke ajọọ-omume.
A nọrọ m n'ime olulu kachasị
gbaa ọchịchịrị; ma ugbua a na
m ahụ oke ihe ịtụ-n'anya nke
Chineke. Mkpụrụ-obi m [a]nwere
ntaram-ahụhụ nke ahụhụ ebi-
ghi-ebi; mana a pụnarịrị m,
ma mkpụrụ-obi m e nweghị
mgbu ọzọ.
30 A jụrụ m Onye-mgbapụta
m, ma gọnarị ihe nke e kwuwo-
rọrịị maka ya site na nna anyị
ha; ma na ugbua ka ha wee
buru-ụzọ hụ na ọ ga-abịa, ma
na ọ na-echeta ihe nile e kere
eke nke okike ya, ọ ga-egosịpụta
onwe ya nye mmadụ nile.
31 E, [a]ikpere nile ga-egbu n'ala,
ma ire nile ga-ekwupụta n'iru
ya. E, ọbụna n'ụbọchị ikpeazụ,
mgbe mmadụ nile ga-eguzoro
ka o [b]kpee ha ikpe, mgbe ahụ
ka ha ga-ekwupụta na ọ bụ
Chineke; mgbe ahụ ka ha
ga-ekwupụta, ndị na-ebi [c]n'e-
nweghị Chineke n'ụwa, na ikpe
nke ntaram-ahụhụ mgbe nile
na-adigide zịrị ezi n'arụ ha; ma
ha ga-ama jijiji, ma maa ririri ma
rịbaghachị azụ n'okpuru [d]ile-
anya nke anya ịchọta ihe nile ya.
32 Ma ugbua o wee ruo na
Alma malitere site n'oge a gaa
n'iru ikuziri ndị ahụ, na ndị
ahụ ha na Alma nọ n'oge mụọ-
ozi ahụ pụtakwutere ha, na-
agaghari gburu-gburu gafee
ala nile, na-ekwupụtara ndị
mmadụ nile ihe ndị nke ha
nụworo ma hụwo, ma na-ekwu-
sa okwu nke Chineke n'ime
nnukwu mkpagbu, ebe a na-
enye ha nnukwu nsogbu site na
ndị bụ ndị n'ekweghị-ekwe,
na-enwe otiti ihe site n'aka
ọtụtụ n'ime ha.
33 Ma na na-agbanyeghị ihe
nile ndịa, ha nyere nzukọ-nsọ
ahụ nnukwu nkasi obi, na-emesi
okwukwe ha ike, ma na-agba
ha ume n'ogologo-ahụhụ na
nnukwu irusi ọrụ ike idebe
iwu-nsọ nile nke Chineke.
34 Ma anọ n'ime ha bụ [a]ụmụ
nke Mosaịa; ma aha ha bụ
Amọn, na Erọn na Ọmna, na
Hịmnaị; ndị a bụ aha nile nke
ụmụ nwoke nke Mosaịa.
35 Ma ha gara njem n'ala nile
nke Zarahemla, na n'etiti ndị
nile nọ n'okpuru ọchịchị nke
eze Mosaịa, jiri ọnụnụ-ọkụ
n'obi na arụsị ọrụ ike na-achọ
idozighari mmebi ihe nile nke
ha meworo nzukọ-nsọ ahụ, na-
ekwupụta mmehie ha nile, ma
na-ekwupụta ihe nile nke ha
hụworo, ma na-akọwa ibu-amụ-
ma nile na akwụkwọ-nsọ nile
nye ndị nile chọrọ ige ha ntị.

28*a* 2 Nif. 9:16.
29*a* Mosa. 2:38.
31*a* Ndị-Fil. 2:9–11; Mosa. 16:1–2; OznỌd. 88:104.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.
*c* Alma 41:11.
*d* NGAN God.
34*a* NGAN Amọn, Nwa-nwoke nke Mosaịa.

36 Ma otu a ha wee bụrụ
ngwa-ọrụ n'aka nke Chineke
n'iweta ọtụtụ n'ọmụma nke ezi-okwu, e, n'ọmụma nke Onye-mgbapụta ha.
37 Ma lee ka ịdị ngọzi ha dị!
N'ihi na ha [a]kwusara udo; ha kwusara [b]ozi nile nke ihe ọma; ma ha kwusara nye ndị ahụ na Onye-nwe na-achị.

## ISI 28

*Ụmụ nwoke nile nke Mosaịa wee gaa ikwusa ozi-ọma nye ndị Leman — Ebe o ji okwute ọhụ-ụzọ-abụọ ahụ, Mosaịa tụghariri asụsụ epekele nile nke ndị Jared. Ihe dịka n'afọ 92 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua o wee ruo na mgbe [a]ụmụ nwoke nke Mosaịa meworo ihe ndị a nile, ha kpọọrọ ọnụ ọgụgụ dị ntakịrị tinyere n'onwe ha ma laghachịkwuru nna ha, eze ahụ, ma chọọ n'aka ya ka o kwe ha ka ha, ha na ndị a ha họtaworo, gbagoo ruo ala nke ndị [b]Nifaị ka ha wee kwusaa ihe ndị ha nụworo, na ka ha nyetụ ụmụnne ha nwoke, ndị Leman, okwu Chineke ahụ —
2 Na-eleghị anya ha nwere ike iweta ha n'ọmụma nke Onye-nwe Chineke ha, ma mee ka ha mata maka ajọọ-omume nke ndị nna ha; ma na-eleghị anya ha nwere ike gwọọ ha [a]ịkpọ-asị ha megide ndị Nifaị, ka e wee kpọta kwa ha ka ha ñụrịa n'ime Onye-nwe Chineke ha, ka ha wee bụrụ ndị enyi otu onye na ibe ya, na ka a ghara inwekwa ndọrọ-ndọrọ ọzọ n'ala ahụ nile nke Onye-nwe Chineke ha nyeworo ha.
3 Ugbua ha chọrọ na a ga-ekwupụta nzọpụta nye ihe nile e kere eke, n'ihi na ha enweghị ike [a]inagide na [b]mkpụrụ-obi mmadụ ọbụla ga-ala-n'iyi; e, ọbụna echiche nile ndị ahụ na mkpụrụ-obi ọbụla ga-edi ndidi [c]ahụhụ agwụgh-agwụ mere ka ha maa jijiji ma ma ririri.
4 Ma otu a ka Mụọ nke Onye-nwe siri rụọ ọrụ n'arụ ha, n'ihi na ha bụụrụ ndị mmehie [a]kachasị njọ. Ma Onye-nwe hụrụ na o kwesịrị [b]n'ebere ya n'enweghị oke idebe ha; otu o sila dị ha tara ahụhụ dị ukwuu nke mkpụrụ-obi n'ihi ajọọ-omume ha nile, na-atụ egwu na a ga-achụpụ ha ruo mgbe nile.
5 Ma o wee ruo na ha rịọrọ nna ha ọtụtụ ụbọchị ka ha wee gbagoo ruo ala nke Nifaị ahụ.
6 Ma eze Mosaịa gara ma jụọ Onye-nwe ma ọ ga-ahapụ ụmụ ya nwoke ka ha gbagoo n'etiti ndị Leman ikwusaa okwu ahụ.
7 Ma Onye-nwe gwara Mosaịa: Ka ha gbagoo, n'ihi na ọtụtụ ga-ekwere n'okwu ha nile, ma ha ga-enwe ndụ ebighi-ebi; ma a ga m [a]anapụta ụmụ gị nwoke site n'aka ndị Leman.

37*a* Aisa. 52:7; Mosa. 15:14–17. NGAN Kwusaa.
*b* NGAN Ozi-ọma.
**28** 1*a* Mosa. 27:34.
*b* Omnai 1:12–13; Mosa. 9:1.
2*a* Jekọb 7:24.
3*a* Alma 13:27; 3 Nif. 17:14; Moses 7:41.
*b* NGAN Mkpụrụ-obi— Ọnụ-ahịa nke mkpụrụ-obi nile.
*c* Jekọb 6:10; OznỌd. 19:10–12.
4*a* Mosa. 27:10.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
7*a* Alma 19:22–23.

8 Ma o wee ruo na Mosaịa kwe-
re ka ha gaa ma mee dịka arịrịọ
ha siri dị.
9 Ma ha [a]wegara njem ha
n'ime ọzara ahụ ịgbago ikwusa
okwu ahụ n'etiti ndị Leman; ma
a ga m enye [b]nkọwasị ka o siri
mee maka ije ha nile ma emesịa.
10 Ugbua eze Mosaịa enweghị
onye ọbụla ọ ga-enyefe ala-eze
ahụ n'aka, n'ihi na o nweghị
nwa ya ọbụla nke ga-ekwe nara
ala-eze ahụ.
11 Ya mere o weere akụkọ-
ndekọta ndị ahụ a kanyere
n'elu [a]epekele nke bras, na kwa
epekele nke Nifaị, na ihe nile
ahụ nke ọ debeworo ma che-
kwaa dịka iwu-nsọ nile nke
Chineke, mgbe ọ tụgharịworo
asụsụ ma mee ka e dee akụkọ-
ndekọta nile nke dị n'elu
[b]epekele nke ọla-edo nke ndị
Lịmhaị chọtaworo, nke e nyere
ya site n'aka nke Lịmhaị;
12 Ma nke a ka o mere n'ihi
nnukwu nchekasị arụ ndị ya;
n'ihi na ha chọsịrị ike otu n'e-
nweghị atụ ịmata gbasara ndị
ahụ e bibiworo.
13 Ma ugbua ọ tụgharịrị asụsụ
ha site n'iji [a]okwute abụọ ndị
ahụ e kedoro n'ime ukwu ụta
abụọ ndị ahụ.
14 Ugbua ihe ndị a ka a kwa-
doro site na mmalite, ma e
nyedatara ha site n'ọgbọ ruo
n'ọgbọ, maka ebum-n'uche nke
ịsụgharị asụsụ nile.
15 Ma e debewo ma chekwaa
ha site n'aka nke Onye-nwe, ka
o wee chọpụta nye ihe nile e
kere eke ndị ga-enweta ala ahụ
ajọọ-omume nile na ihe arụ nile
nke ndị ya;
16 Ma onye ọbụla nke ji ihe
ndị a ka a na-akpọ [a]ọhụ-ụzọ,
n'iso omume nke mgbe ochie.
17 Ugbua mgbe Mosaịa tụ-
gharịchaworo asụsụ akụkọ-
ndekọta ndị a, lee, o nyere nkọ-
wasị nke ndị ahụ e [a]bibiri, site
n'oge nke e bibiri ha laa azụ ruo
n'owuwu nke [b]nnukwu ụlọ-elu
tọwa ahụ, n'oge Onye-nwe
[c]gwakọtara asụsụ nke ndị ahụ
ma ha wee gbasasịa n'obodo
ndị ọzọ n'elu iru nke ụwa nile,
e, ma ọbụna site n'oge ahụ laa
azụ ruo na okike nke Adam.
18 Ugbua nkọwasị nke a mere
ka ndị nke Mosaịa ruo uju ka-
rịa, e, ha jupụtara na mwute;
otu o sila dị o nyere ha nnukwu
mmụta, n'ime nke ha ñụrịrị ọñụ.
19 Ma nkọwasị nke a ka a
ga-ede ma e mesịa; n'ihi na lee,
ọ dị mkpa na mmadụ nile ga-
amata ihe nile ndị e dere n'ime
nkọwasị nke a.
20 Ma ugbua, dịka m gwara
unu, na mgbe eze Mosaịa me-
woro ihe ndị a, o weere epekele
nile nke [a]bras, na ihe nile nke o
debeworo, ma nyefee ha n'aka
Alma, onye bụ nwa nwoke nke
Alma; e, akụkọ-ndekọta nile,
na kwa [b]ihe nsụgharị okwu ha
nile, ma nyefee ha n'aka ya, ma
nye ya iwu na ọ ga-edebe ma

9*a* Alma 17:6–9.
*b* Alma 17–26.
11*a* NGAN Epekele Ọla Bras nile.
*b* NGAN Ekpele Ọla-edo nile.
13*a* NGAN Urim na Tumim.
16*a* Mosa. 8:13–18. NGAN Ọhụ-ụzọ.
17*a* Mosa. 8:7–12.
*b* Ita 1:1–5.
*c* Jen. 11:6–9.
20*a* Alma 37:3–10.
*b* NGAN Urim na Tumim.

[c]chekwa ha, na kwa debe akụ-
kọ-ndekọta nke ndị ahụ, na-
enyedata ha site n'otu ọgbọ ruo
n'ọzọ, ọbụna dịka e siri nyeda-
ta ha site n'oge ahụ nke Lihaị
hapụrụ Jerusalem.

## ISI 29

*Mosaịa wee tụpụta uche ka ahọpụta ndị-ikpe n'ọnọdụ onye eze—Ndị eze na-abụghị ndị ezi-omume na-edụba ndị ha n'ime mmehie—Alma nke ka bụrụ nwata ka a họpụtara onye-isi-ikpe site n'olu nke ndị ahụ—Ọ bụ kwa onye isi nchụ-aja na Nzukọ-nsọ ahụ—Alma nke ka bụrụ Okenye na Mosaịa wee nwụọ. Ihe dịka n'afọ 92 ruo 91 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua mgbe Mosaịa meworo
nke a o zipụrụ ozi gburu-gburu
ala ahụ nile, n'etiti ndị ahụ nile,
na-achọ ịmata ọchịchọ ha gba-
sara onye ga-abụ eze ha.
2 Ma o wee ruo na olu ndị ahụ
bịara, na-asị: Anyị na-achọsike
ka Erọn nwa gị bụrụ eze anyị
na onye-ọchịchị anyị.
3 Ugbua Erọn agbagowọrịị ruo
n'ala nke Nifaị, ya mere eze ahụ
enweghị ike inyefe ala-eze ahụ
n'aka ya; ọbụghị ma Erọn ọ ga-
ewekwasị onwe ya ala-eze ahụ.
ọbụghị ma o nwere onye n'ime
[a]ụmụ nwoke nke Mosaịa chọrọ
iwekwasị onwe ha ala-eze ahụ.
4 Ya mere eze Mosaịa zipụrụ
ọzọ n'etiti ndị ahụ; e, ọbụna
okwu e dere ede ka o zipụrụ n'e-
titi ndị ahụ. Ma ndị a bụ okwu
nile ndị ahụ e dere, na-asị:
5 Lee, O unu ndị m, ma-ọbụ
ụmụnne m nwoke, n'ihi na e
chere m maka unu n'ụzọdị-elu
otu ahụ, a chọrọ m ka unu tụlee
ihe ahụ nke a kpọrọ unu ka unu
tụlee—n'ihi na unu chọsiri ike
inwe [a]eze.
6 Ugbua a na m ekwupụtara
unu na onye nke kwesịrị inwe
ala-eze ahụ ajụwo, ma ọ gaghị
ewe kwasị onwe ya ala-eze ahụ.
7 Ma ugbua ọbụrụ na a ga-
enwe onye-ọzọ ahọpụtara n'ọ-
nọdụ ya, lee egwu na-atụ m
na ndọrọ-ndọrọ ga-apụta n'eti-
ti unu. Ma onye matara ma ọbụ-
ghị nwa m nwoke, onye nke
nwe ala-eze ahụ, nwere ike tụ-
gharịa iwe iwe ma dọkpụrụ
ụfọdụ n'ime ndị a tinyere onwe
ya, nke ga-ebute agha nile na
ndọrọ-ndọrọ nile n'etiti unu,
nke ga-abụ ihe ga-akpata ịkwa-
fu nnukwu ọbara na ijehie
n'ụzọ nke Onye-nwe, e, ma
bibie mkpụrụ-obi nke ọtụtụ
mmadụ.
8 Ugbua a sị m unu ka anyị
nwe amamihe ma tụlee ihe ndị
a, n'ihi na anyị ekwesịghị ibibi
nwa m nwoke, ọbụghị ma anyị
kwesịrị ibibi onye ọzọ ma ọbụ-
rụ na ahọpụta ya n'ọnọdụ ya.
9 Ma ọbụrụ na nwa m nwoke
ga-atụgharị ọzọ na mpako ya
na ihe efu ya nile o nwere ike
iwegachị ihe nile ndị o kwuwo-
ro, ma wereghachị ihe kwesịrị
ya n'ala-eze ahụ, nke ga-eme
ya na ndị ya ime nnukwu
mmehie.
10 Ma ugbua ka anyị nwe ama-
mihe ma lee anya n'iru maka ihe

20*c* ngan Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile ka a ga-echekwa.
**29** 3*a* Mosa. 27:34.
5*a* 1 Sam. 8:9–19.

ndị a, ma mee ihe nke ga-eweta
udo nke ndị a.
11 Ya mere a ga m abụ eze unu
ụbọchị m nile fọdụrụ; otu o sila
dị, [a]ka anyị họpụta [b]ndị-ikpe,
ikpe ndị a ikpe dịka iwu anyị
siri dị; ma anyị ga-ahazigharị
ihe-omume nke ndị a ọhụrụ,
n'ihi na anyị ga-ahọpụta ndị
amamihe ịbụ ndị-ikpe, ndị ga-
ekpe ndị a ikpe dịka iwu-nsọ
nile nke Chineke siri dị.
12 Ugbua ọ ka mma na
Chineke kpere mmadụ ikpe
karịa mmadụ, n'ihi na ikpe
Chineke nile n'ezi ezi oge nile,
ma na ikpe nile nke mmadụ
anaghị ezi ezi oge nile.
13 Ya mere, ọbụrụ na o kwere
omume na unu ga-enwe [a]ndị
ezi-omume ịbụ ndị eze unu,
ndị ga-ehiwe iwu-nsọ nile nke
Chineke, ma kpee ndị a ikpe
dịka iwu ya nile siri dị, e, ọbụrụ
na unu ga-enwe ndị mmadụ ịbụ
ndị eze unu ndị ga-eme ọbụna
dịka nna m [b]Benjamịn mere nye
ndị ya — a sị m unu, ọbụrụ na
nke a ga-adị otu a oge nile mgbe
ahụ ọ ga-adị mkpa na unu ga-
enwe ndị eze oge nile ịchị unu.
14 Ma ọbụna mụ n'onwe m
arụwo ọrụ jiri ike nile na ike
nke mụọ nile nke m nwetawo-
ro, ịkụziri unu iwu-nsọ nile nke
Chineke, na iwube udo gburu-
gburu ala ahụ, ka a ghara inwe
agha ọbụla ma-ọbụ ndọrọ-ndọ-
rọ, izu ori, ma-ọbụ ịpụnara ihe,
ma-ọbụ igbu mmadụ, ma-ọbụ
ụdị ajọọ-omume ọbụla;
15 Ma onye ọbụla meworo
ajọọ-omume, ya ka m [a]taworo
ahụhụ dịka iwu nke o mebiwo-
ro siri dị, dịka iwu nke e nye-
woro anyị site n'aka nna anyị
ha siri dị.
16 Ugbua a sị m unu, na n'ihi
na mmadụ nile ezighị ezi ọ
dịghị mkpa na unu ga-enwe
eze ma-ọbụ ndị eze ịchị unu.
17 N'ihi na lee, ka nnukwu
[a]ajọọ-omume ha nke otu [b]ajọọ
eze kpatara ka e mee, e, ma lee
nnukwu mbibi!
18 E, cheta eze Noa, [a]ajọọ-omu-
me ya na ihe arụ ya nile, na kwa
ajọọ-omume na ihe arụ nile nke
ndị ya. Lee ụdị nnukwu mbibi
bịakwasịrị ha; na kwa n'ihi
ajọọ-omume ha nile e webatara
ha n'ime [b]ịbụ-oru.
19 Ma ma ọbụghị maka ọnọdụ
ogbugbo nke Onye-okike ama-
mihe-nile ha, ma nke a n'ihi
ezigbo nchegharị ha, ha gararịị
n'enweghị mgbanarị anọgide
n'ime ịbụ-oru ruo ugbua.
20 Mana lee, ọ napụtara ha
n'ihi na [a]ha nwere umeala n'o-
nwe ha n'iru ya; ma n'ihi na ha
[b]bekusịrị ya mkpu akwa ike ọ
napụtara ha site n'ịbụ-oru; ma
otu a ka Onye-nwe na arụ ọrụ
jiri ike ya n'ihe nile n'etiti ụmụ
nke mmadụ, na-esetịpụ aka nke
[c]ebere nye ha bụ ndị tinyere
[d]ntụkwasị-obi ha na ya.

11*a* Mosa. 29:25–27.
*b* Ọpụ. 18:13–24.
13*a* Mosa. 23:8, 13–14.
*b* OkwMọm. 1:17–18.
15*a* Alma 1:32–33.
17*a* Alma 46:9–10.
*b* Mosa. 23:7–9.
18*a* Mosa. 11:1–15.
*b* 1 Sam. 8:10–18;
Mosa. 12:1–8;
Ita 6:22–23.
20*a* Mosa. 21:13–15.
*b* Ọpụ. 2:23–25;
Alma 43:49–50.
*c* Ezik. 33:11, 15–16;
Mosa. 26:30.
*d* NGAN Ntụkwasị-obi.

21 Ma lee, ugbua a sị m unu,
unu enweghị ike ịchụtu onye
eze ajọọ-omume ma ọbụghị site
na nnukwu ndọrọ ndọrọ, na
ịkwafu nnukwu ọbara.
22 N'ihi na lee, o nwere [a]ndị
enyi ya n'ajọọ-omume, ma ọ na-
edebe ndị nche ya gburu-gburu
ya; ma ọ na-adowasị iwu nile
nke ndị chịworo n'ezi-omume
tutu ya achịwa; ma ọ na-azọgi-
de n'okpuru ụkwụ ya iwu-nsọ
nile nke Chineke;
23 Ma ọ na-eme iwu nile, ma
na-ezipụ ha n'etiti ndị ya, e, iwu
nile n'ụdị [a]ajọọ-omume nke ya
n'onwe ya; ma onye ọbụla nke
na erubeghị-isi n'iwu ya nile ka
ọ na-eme ka e bibie; ma onye
ọbụla nke nupụrụ isi megide ya
ọ ga-ezipụ ndị-agha ya megide
ha n'agha, ma ọbụrụ na o nwee
ike ọ ga-ebibi ha; ma otu a onye
na-abụghị ezigbo eze na-eduhie
ụzọ nile nke ezi-omume nile.
24 Ma ugbua lee a sị m unu, ọ
dịghị mkpa na ụdị ihe arụ ndị a
ga-abịakwasị unu.
25 Ya mere, họrọ nụ site n'olu
ndị a, ndị-ikpe, ka e wee kpee
unu ikpe dịka iwu nile nke e
nyeworo unu site na ndị nna
anyị ha siri dị, ndị bụ ezie, na
ndị e nyere ha site n'aka nke
Onye-nwe.
26 Ugbua o zughị ọha ọnụ na
olu nke ndị ahụ chọrọ ihe ọbụla
na-abụghị nke zịrị-ezi; ma na
o zuru ọha na ndị ka ntakịrị
n'ime ndị ahụ ịchọ nke ahụ na-
akwụghị ọtọ; ya mere nke a ka
unu ga-achọpụta ma mee ya
iwu unu—ime ihe nile unu
na-eme site n'olu nke ndị ahụ.
27 Ma [a]ọbụrụ na oge bịa na
olu nke ndị ahụ ga-ahọrọ ajọọ-
omume, mgbe ahụ bụ oge nke
ikpe nile nke Chineke ga-abịa-
kwasị unu; e, mgbe ahụ bụ oge
ọ ga-eleta unu site na nnukwu
mbibi ọbụna dịka o sịworo leta
ala nke a.
28 Ma ugbua ọbụrụ na unu
nwere ndị-ikpe, ma ha anaghị
ekpe unu ikpe dịka iwu nke e
nyeworo siri dị, unu nwere
ike ime ka e kpee ha ikpe n'aka
onye ikpe ka elu.
29 Ọbụrụ na ndị-ikpe unu ka
elu anaghị ekpe ikpe zịrị ezi,
unu ga-eme ka ọnụ-ọgụgụ nta
nke ndị-ikpe unu kara dị ala
gbakọta ọnụ, ma ha ga-ekpe
ndị-ikpe kara dị elu ikpe, dịka
olu ndị ahụ siri dị.
30 Ma e enye m unu iwu ime
ihe ndị a n'egwu nke Onye-nwe;
ma a na m enye unu iwu ime ihe
ndị a, ma na unu enwela eze; na
ọbụrụ na ndị a emee mmehie na
ajọọ-omume ha ga-aza ha n'isi
nke onwe ha.
31 N'ihi na lee a sị m unu,
mmehie nke ọtụtụ mmadụ esi-
tewo n'ajọọ-omume nke ndị eze
ha; ya mere ajọọ-omume ha nile
ka a na-aza n'isi nke ndị eze ha.
32 Ma ugbua a chọrọ m ka
[a]ahaghị-n'otu nke a ghara ịdị
ọzọ n'ala nke a, nke ka nke
n'etiti ndị nkem a; mana a chọrọ
m ka ala nke a bụrụ ala nke
[b]ntọhapụ, ma [c]mmadụ ọbụla
ga-enwe ọñụ na ihe nile ruru ya

22*a* 1 Ndez. 12:8–14.
23*a* NGAN Ajọọ, Ajọọ Omume.
27*a* Alma 10:19.
32*a* Alma 30:11.
*b* 2 Nif. 1:7; 10:11.
NGAN Ntọhapụ.
*c* Alma 27:9.

na ohere ya nile otu aka ahụ, ọbụrụraa na Onye-nwe hụrụ na o kwesịrị na anyị ga-ebi ma keta ala ahụ, e, ọbụna ọbụrụraa na ụmụ ụmụ anyị ọbụla na-anọ n'elu iru nke ala ahụ.

33 Ma ọtụtụ ihe ndị ka nke a ka eze Mosaịa dere nye ha, na-asaghere ha ọnwụnwa nile na nsogbu nile nke eze ezi-omume, e, ụfụ nile nke mkpụrụ-obi maka ndị ha, na kwa ntamu nile nke ndị ahụ nye eze ha; ma ọ kọwara ha nile nye ha.

34 Ma ọ gwara ha na ihe ndị a ekwesịghị ịdị; kama ka ibu-arọ ahụ bịakwasị ndị ahụ nile, ka onye ọbụla wee buru akụkụ nke ya.

35 Ma ọ saghekwaara ha nsụ-ahịa nile ha rụrụ ọrụ n'okpuru ya site n'inwe onye-eze n'enweghị ezi-omume ka ọ chịa ha;

36 E, ajọọ-omume ya nile na ihe arụ nile, na agha nile, na ndọrọ-ndọrọ nile, na ịkwafu ọbara, na izu ori, na ịpụnara ihe na ịgba akwụnakwụna nile, na ụdị ajọọ-omume nile nke a na-apụghị ịgụta ọnụ—na-agwa ha na ihe ndị a ekwesịghị ịdị, na ha kpachapụrụ anya na-emegide iwu-nsọ nile nke Chineke.

37 Ma ugbua o wee ruo, mgbe eze Mosaịa zipụworo ihe ndị a n'etiti ndị ahụ e mere ka ha kwenye n'ezi-okwu nke okwu ya nile.

38 Ya mere ha wepụrụ obi ha n'ịchọ eze, ma wee nwe ọnụnụ-ọkụ n'obi karịa na onye ọbụla ga-enwe ohere ahataha gburu-gburu ala ahụ nile, e, ma onye ọbụla gosịrị ịdị na njikere ịza ajụjụ maka mmehie nile nke onwe ya.

39 Ya mere, o wee ruo na ha kpọkọtara onwe ha ọnụ n'otu n'otu gburu-gburu ala ahụ nile, ịtụnye olu ha gbasara ndị ga-abụ ndị-ikpe ha, ikpe ha ikpe dịka [a]iwu ahụ nke e nyeworo ha siri dị; ma ha nwere oke ọñụ n'ihi [b]ntọhapụ nke e nyeworo ha.

40 Ma ha gbasịrị ike n'ịhụ n'a-nya n'ebe Mosaịa nọ; e, ha weliri ya elu karịa onye ọbụla ọzọ; n'ihi na ha elekwasịghị ya anya dịka eze ọchịchị-aka-ike nke na-achọ uru, e, maka uru ahụ bụ oke uru nke na-emebi mkpụrụ-obi; n'ihi na ọ naghị akụ na ụba n'aka ha, ọbụghị ma o nwere mmasị n'ịkwafu ọbara; mana o hiwewo [a]udo n'ala ahụ, ma o kwenyeworo ndị ya na a ga-anapụta ha site n'ụdị ịbụ-oru nile dị iche iche; ya mere ha buliri ya elu, e, karịa, na-enweghị atụ.

41 Ma o wee ruo na ha rọpụtara [a]ndị-ikpe ịchị ha, ma-ọbụ ikpe ha ikpe dịka iwu ahụ siri dị, ma nke a ka ha mere gburu-gburu ala ahụ nile.

42 Ma o wee ruo na a họpụtara Alma ịbụ onye-isi-ikpe mbụ, ebe ọ bụ kwa onye isi nchụ-aja, ebe nna ya nyefeworo ọkwa ahụ n'aka ya, ma ebe o nyewokwara ya ọrụ gbasara ihe-omume nile nke nzukọ-nsọ ahụ.

43 Ma ugbua o wee ruo na Alma [a]gara ije n'ụzọ nile nke

39*a* Alma 1:14.
*b* NGAN Ntọhapụ.
40*a* NGAN Onye na Eme Udo.
41*a* Mosa. 29:11.
43*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.

Onye-nwe, ma o debere iwu-nsọ
ya nile, ma o kpere ikpe nile ziri
ezi; ma e nwere udo esepụghị
aka n'ala ahụ dum.
44 Ma otu a malitere ọchịchị
nke ndị-ikpe gburu-gburu ala
ahụ nile nke Zarahemla, n'etiti
ndị ahụ nile a na-akpọ ndị
Nifaị; ma Alma bụ onye mbụ
na onye-isi-ikpe.
45 Ma ugbua o wee ruo na nna
ya nwụrụ, ebe ọ gbara iri afọ
asatọ na abụọ, ebe o biworo
ndụ imejupụta iwu-nsọ nile
nke Chineke.
46 Ma o wee ruo na Mosaịa
nwụkwara, n'ime iri afọ atọ na
atọ nke ọchịchị ya; ebe ọ gbara
[a]iri afọ isii na atọ; nke mere ha
nile, narị afọ ise na iteghete site
n'oge Lihaị hapụrụ Jerusalem.
47 Ma otu a ka ọchịchị nke ndị
eze nye ndị Nifaị siri gwụchaa;
ma otu a ka ụbọchị nile nke Alma
siri gwụchaa, onye bụ onye-
nchọpụta nke nzukọ-nsọ ha.

# Akwụkwọ nke Alma

NWA NKE ALMA

Nkọwasị nke Alma, onye bụ nwa nwoke nke Alma, onye mbụ na onye-isi-ikpe nye ndị nke Nifaị, na kwa onye isi nchụ-aja nye Nzukọ-nsọ ahụ. Nkọwasị nke ọchịchị nke ndị-ikpe, na agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile n'etiti ndị ahụ. Na kwa nkọwasị nke agha n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman, dịka akụkọ-ndekọta nke Alma, onye mbụ na onye-isi-ikpe siri dị.

## ISI 1

*Nihọ wee kuzie ozizi ụgha nile, wee hiwe otu nzukọ, wee webata nchụ-aja aghụghọ, ma wee gbuo Gịdiọn—Nihọ ka e gburu n'ihi mmebi iwu ya nile—Nchụ-aja aghụghọ na mkpagbu nile wee gbasasịa n'etiti ndị ahụ—Ndị nchụ-aja wee kwado onwe ha, ndị ahụ wee lekọta ndị ogbenye, ma Nzukọ-Nsọ ahụ wee mee nke ọma. Ihe dịka n'afo 91 ruo 88 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na n'afọ
mbụ nke ọchịchị nke ndị-
ikpe nile nye ndị nke Nifaị, site
n'oge a gaa n'iru, eze Mosaịa
ebe ọ [a]gaworo n'ụzọ nke ụwa
nile, ebe ọ lụworo ezigbo agha,
na-eje ije zịrị-ezi n'iru Chineke,
na-ahapụghị onye ọbụla ka ọ
chịa n'ọnọdụ ya; otu o sila dị o
hiwere [b]iwu nile, ma ndị ahụ
nakwere ha, ya mere ọ bụụrụ
ihe ha na-aghaghị ime bụ idebe
iwu nile nke o meworo.
2 Ma o wee ruo na n'ime

46*a* Mosa. 6:4.
[ALMA]

**1** 1*a* Mosa. 29:46.
*b* Jarọm 1:5; Alma 4:16; Hil. 4:22.

afọ mbụ nke ọchịchị nke Alma
n'ime oche-ikpe ahụ, o nwere
[a]otu nwoke a kpọtara n'iru ya
ka e kpee ya ikpe, otu nwoke
buru ibu, ma a ma ya ama
maka nnukwu inwe ume.
3 Ma ọ gaghariworịị n'etiti ndị
ahụ, na-ekwu ozi-ọma nye ha
ihe nke o [a]weere ka ọ bụrụ
okwu nke Chineke, na-eme
omume mweda [b]megide nzukọ-
nsọ ahụ; na-ekwupụta nye ndị
ahụ na onye nchụ-aja ọbụla na
onye nkuzi [c]kwesịrị ịghọ onye
a ma ama; na ha [d]ekwesịghị ịrụ
ọrụ n'aka ha, kama ha kwesịrị
inwe nkwado nke ndị ahụ.
4 Ma ọ gbakwara ama nye ndị
ahụ na mmadụ nile ga-enwe
nzọpụta n'ụbọchị ikpe-azụ, ma
na ha ekwesịghị ịtụ egwu ma-
ọbụ ma jijiji, kama na ha ga-
ewelite isi ha nile elu ma ñụrịa,
n'ihi na Onye-nwe e kewọ mma-
dụ nile, ma gbapụtawo kwa
mmadụ nile; ma, n'ikpeazụ,
mmadụ nile ga-enwe ndụ-ebi-
ghi-ebi.
5 Ma o wee ruo na ọ kuziri ihe
ndị a nke ukwuu nke mere na
ọtụtụ kwenyere n'okwu ya nile,
ọbụna ọtụtụ nke mere na ha
malitere na-akwado ya ma nye
ya ego.
6 Ma ọ malitere inwe mbụli-
elu n'ime mpako nke obi ya,
na iyi uwe oke-ọnụ-ahịa, e,
na ọbụna ọ malitere ihiwe otu
[a]nzukọ n'ụdị nke ikwusa ozi-
ọma ya.
7 Ma o wee ruo ka ọ na-aga,
ikwu ozi-ọma nye ndị kwenye-
re n'okwu ya, o zutere otu nwo-
ke bụ onye nke nzukọ-nsọ nke
Chineke, e, ọbụna otu n'ime ndị
nkuzi ha, ma o wee malite ịdọso
ya ndọrọ-ndọrọ ọnụ nkọ, ka o
wee dufuo ndị nke nzukọ-nsọ
ahụ; ma na nwoke ahụ guzogi-
dere ya, na-adọ ya aka na ntị
site [a]n'okwu nke Chineke.
8 Ugbua aha nwoke ahụ bụ
[a]Gịdiọn; ma-ọbụ ya bụ onye
bụ ngwa-ọrụ n'aka nile nke
Chineke n'ịnapụta ndị nke
Lịmhaị site n'ịbụ-oru.
9 Ugbua, n'ihi na Gịdiọn gu-
zogidere ya n'okwu nile nke
Chineke o wesara Gịdiọn oke
iwe, ma sere mma agha ya ma
malite ịku ya ihe. Ugbua Gịdiọn
ebe ọ gbaworo ọtụtụ afọ, ya
mere o nweghị ike ịnagide ọkụ-
kụ ihe ya nile, ya mere e [a]gburu
ya site na mma agha ahụ.
10 Ma nwoke ahụ nke gburu ya
ka ndị nzukọ-nsọ ahụ kpọọrọ,
ma a kpọtara ya n'iru Alma, ka e
[a]kpee ya ikpe dịka mmebi iwu
nile nke o mebiworo siri dị.
11 Ma o wee ruo na o guzoro
n'iru Alma ma rịọ maka onwe
ya jiri nnukwu atụghị egwu.
12 Ma na Alma sịrị ya: Lee,
nke a bụ oge mbụ nke a na-ewe-
bata [a]nchụ-aja aghụghọ n'etiti
ndị a. Ma lee, ikpe amaghị gị
nanị maka nchụ-aja aghụghọ,
kama ịgbawo mbọ ịmanye ya
site na mma agha; ma ọ bụrụ na

2*a* Alma 1:15.
3*a* Ezik. 13:3.
*b* NGAN Imegide Kraịst.
*c* Luk 6:26; 1 Nif. 22:23.
*d* Mosa. 18:24, 26; 27:5.
6*a* 1 Nif. 14:10.
7*a* NGAN Okwu nke Chineke.
8*a* Mosa. 20:17; 22:3.
9*a* Alma 6:7.
10*a* Mosa. 29:42.
12*a* 2 Nif. 26:29.
NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.

enwere ike imanye nchụ-aja
aghụghọ n'etiti ndị a ọ ga-apụ-
ta mbibi ha kpam kpam.
13 Ma ị kwafuwo ọbara nke
onye ezi-omume, e, nwoke nke
meworo nnukwu ihe ọma n'eti-
ti ndị a; ma asị na anyị debe gị
ọbara ya ga-abịakwasị anyị
maka [a]ibọ-ọbọ.
14 Ya mere a mawo gị ikpe
ọnwụ, dịka iwu e nyeworo
anyị site n'aka Mosaịa, onye-
eze ikpe-azụ anyị siri dị; ma ndị
a anakwerewo ya; ya mere ndị
a [a]ga-anọgiderịrị n'iwu ahụ.
15 Ma o wee ruo na ha kpọọrọ
ya; ma aha ya bụ [a]Nihọ; ma ha
bugoro ya n'elu elu nke ugwu-
nta Mantaị, ma n'ebe ahụ a ma-
nyere ya, ma-ọbụ ọ nakweere,
n'etiti elu-igwe nile na ụwa, na
ihe ọ kụziiri ndị ahụ megidere
okwu nke Chineke; ma n'ebe
ahụ ọ tara ahụhụ [b]ọnwụ ihere.
16 Otu o sila dị, nke a eweta-
ghị n'isi njedebe mgbasa nke
nchụ-aja aghụghọ n'ala ahụ
nile; n'ihi na e nwere ọtụtụ ndị
hụrụ ihe efu nile nke ụwa n'a-
nya, ma ha gara n'iru na-ekwu-
sa ozizi ụgha nile; ma nke a
ka ha mere n'ihi inweta [a]ụba
nile na nkwanye ugwu.
17 Otu o sila dị, ha anwaghị
anwa [a]ikwu okwu ụgha, ọbụrụ
na a matara ya, n'ịtụ egwu nke
iwu ahụ, n'ihi na ndị okwu
ụgha nile ka e nyere ntaram-
ahụhụ; ya mere ha mere dịka
ha na-ekwusa ozi-ọma n'ụdị ha
kwenyere; ma ugbua iwu ahụ
agaghị enwe ike n'arụ onye
ọbụla n'ihi [b]okwukwe ya.
18 Ma ha anwaghị anwa [a]izu
ori, n'ihi ịtụ egwụ nke iwu ahụ,
n'ihi na ụdị ahụ nwere ntaram-
ahụhụ, ọbụghị ma ha nwara
anwa ịpụnara mmadụ ihe, ma-
ọbụ igbu mmadụ, n'ihi na onye
ọbụla nke [b]gburu mmadụ ka e
nyere ntaram-ahụhụ ruo [c]ọnwụ.
19 Ma na o wee ruo na onye
ọbụla na-abụghị nke nzukọ-nsọ
nke Chineke malitere ịkpagbu
ndị nke nọ n'otu nzukọ-nsọ nke
Chineke, ma bukwasịwọrịị
onwe ha aha nke Kraịst.
20 E, ha sogburu ha, ma kpa-
gbuo n'ụdị okwu nile dị iche
iche ma nke a n'ihi ịdị umeala
ha; n'ihi na ha enweghị mpako
n'anya nke onwe ha, na n'ihi na
ha kuziri okwu Chineke, otu na
ibe ya, na-ejighi [a]ego na ahụghị
ọnụ ahịa.
21 Ugbua e nwere iwu siri ike
n'etiti ndị nke nzukọ-nsọ ahụ,
na agaghị enwe onye ọbụla,
bụ nke nzukọ-nsọ ahụ, ga-ebili
ma [a]kpagbuo ndị nke na-abụ-
ghị nke nzukọ-nsọ ahụ, ma na
agaghị enwe mkpagbu n'etiti
onwe ha.
22 Otu o sila dị, e nwere ọtụtụ
n'etiti ha ndị malitere inwe
mpako, ma malite ịdọ ndọrọ
ndọrọ dị ọkụ ha na ndị iro ha
nile, ọbụna ruo n'ịkụ ọkpọ; e,

13*a* NGAN Ọbọ.
14*a* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ.
15*a* Alma 1:2.
*b* Deut. 13:1–9.
16*a* NGAN Ụba Akụ; Efu, Ihe-efu.
17*a* NGAN Ịkwụ Ọtọ, Kwụ-ọtọ; Ghaa-ụgha.
*b* Alma 30:7–12; Ndep. Ok 1:11.
18*a* NGAN Izu-ori, Ori.
*b* NGAN Igbu-mmadụ.
*c* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ.
20*a* Aisa. 55:1–2.
21*a* NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.

ha ga-akụ otu na ibe ya jiri akaọkpọ ha nile.

23 Ugbua nke a bụ n'ime afọ nke abụọ nke ọchịchị nke Alma, ma-ọbụ ihe kpatara nnukwu nsogbu nye nzukọ-nsọ ahụ; e, ọ bụ ihe kpatara nnukwu ọnwụnwa nye nzukọ-nsọ ahụ.

24 N'ihi na obi nke ọtụtụ ka e mesịrị ike, ma aha ha nile ka [a]ehichapụrụ, na echetaghị ha ọzọ n'etiti ndị nke Chineke. Na kwa ọtụtụ [b]sepụrụ onwe ha site n'etiti ha.

25 Ugbua nke a bụụrụ nnukwu ọnwụnwa nye ndị nke guzosiri ike n'okwukwe ahụ; otu o sila dị, ha bụ ndị kwụsịrị ike na akwa akwụrụ n'idebe iwu-nsọ nile nke Chineke, ma ha buru ya jiri [a]ndidi buo mkpagbu ahụ nke a kwakọtara n'elu ha.

26 Ma mgbe ndị nchụ-aja nile hapụrụ [a]ọrụ ha ikuzi okwu nke Chineke nye ndị ahụ, ndị ahụ hapụkwara ọrụ ha nile ịnụrụ okwu nke Chineke. Ma mgbe onye nchụ-aja kụziwooro ha okwu nke Chineke ha nile laghachịrị ọzọ na mgbalị n'ọrụ ha nile; ma onye nchụ-aja ahụ, n'ebulighị onwe ya elu karịa ndị na-ege ya ntị, n'ihi na onye-nkwusa okwu akaghị onye na-anụ anụ mma, ọbụghị ma onye-nkuzi ọ ka onye-na-amụ amụ mma, ma otu a ha nile ha n'otu, ma ha nile rụrụ ọrụ, onye ọbụla [b]dịka ume ya ha.

27 Ma ha [a]kere ihe ha nwere, onye ọbụla dịka ihe nke o nwere siri dị, nye [b]ndị ogbenye, na ndị nọ na mkpa, na ndị ọrịa, na ndị a na-akpagbụ; ma ha eyighị uwe oke ọnụ ahịa, ma na ha dị ọcha maa mma ile anya.

28 Ma otu a ha hiwere ihe nile nke nzukọ-nsọ ahụ; ma otu a ha malitere inwe udo esepụghị aka ọzọ, na-agbanyeghị mkpagbu ha nile.

29 Ma ugbua, n'ihi iguzosi ike nke nzukọ-nsọ ahụ ha malitere [a]ịba ụba karịa, na-enwe ihe nile n'ujụ ihe ọbụla ha chọrọ—igwe anụ n'ujụ na igwe anụmanụ, na anụ nile gbara abụba n'ụdị dị iche iche, na kwa uju mkpụrụ-akụkụ-ubi, na nke ọla-edo, na nke ọla-ọcha, na nke ihe ndị dị oke-ọnụ-ahịa, na uju nke [b]akwa silk na ọmarịcha akwa linen agbakọrọ agbakọ, na ụdị akwa ọma nile dị iche iche kwesịrị ekwesị.

30 Ma otu a [a]n'ọnọdụ ime nke ọma ha nile, ha achụpụghị ndị ọbụla [b]gba ọtọ, ma-ọbụ ndị agụụ na-agụ, ma-ọbụ ndị akpịrị na-akpọ nkụ, ma-ọbụ ndị na-arịa ọrịa, ma-ọbụ ndị a na-azụbeghị azụ; ma ha etinyeghị obi ha nile n'akụ na ụba; ya mere ha na emepụ aka nye mmadụ nile, ma okenye ma

24*a* Ọpụ. 32:33; Mosa. 26:36; Alma 6:3. NGAN Chụpu n'Otu.
*b* Alma 46:7. NGAN Ngọnarị Okwukwe.
25*a* NGAN Ndidi.
26*a* Mosa. 18:24, 26; 27:3–5.
*b* Mosa. 4:27; OznỌd. 10:4.
27*a* NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye.
*b* Luk 18:22; Mosa. 4:26; OznỌd. 42:29–31.
29*a* NGAN Ụba Akụ.
*b* Alma 4:6.
30*a* Jekọb 2:17–19.
*b* NGAN Ogbenye.

nwata, ma oru ma ndị nwere
onwe ha, ma nwoke ma nwanyị,
ma ha anọghị n'ime nzukọ-nsọ
ahụ ma-ọbụ ha nọ n'ime nzukọ-
nsọ ahụ, na [c]enweghị ịkpa-oke
n'ebe ndị nọ na mkpa nọ.
31 Ma otu a ha mere nke ọma
ma bụrụ ndị nwere akụ na ụba
dị ukwuu karịa ndị na-abụghị
nke nzukọ-nsọ ha.
32 N'ihi na ndị ahụ na-abụghị
nke nzukọ-nsọ ha tinyere onwe
ha n'ime mgbaasị nile, na n'ime
[a]ikpere arụsị ma-ọbụ [b]enweghị
aka-ọrụ, na n'ime [c]okwu na-aba-
ghị uru, na n'ime [d]inwe anya
ukwu nile na esem-okwu nile,
na-iyi uwe oke-ọnụ-ahịa; [e]na-
ebuli onwe ha elu n'ime mpako
nke anya onwe ha; na-akpagbu,
ikwu okwu ụgha, na-ezu ori, na-
apụnara ihe, ịgba akwụnakwụ-
na nile, na igbu mmadụ nile, na
ụdị ajọọ-omume nile dị iche
iche; otu o sila dị iwu ahụ ka e
tinyere na mmanye n'arụ ndị
nile nke jehiere ya, otu nile o
siri kwe mee.
33 Ma o wee ruo na site
n'isi otu a na-etinye iwu ahụ
n'arụ ha, onye ọbụla na-ata
ahụhụ dịka ihe ahụ nke o me-
woro siri dị, ha wee dịrị juu
karịa, ma ha anwaghị anwa
ime ajọọ-omume ọbụla ma
ọbụrụ na a matara ya; ya
mere, e nwere nnukwu udo
n'etiti ndị nke Nifaị ruo n'afọ
nke ise nke ọchịchị nke ndị-
ikpe nile.

## ISI 2

*Amlịsaị wee chọọ ịbụ eze ma a jụrụ ya site n'olu nke ndị ahụ—Ndị na-eso ya wee mee ya eze—Ndị Amlịsaị wee lụso ndị Nifaị ọgụ ma e meriri ha—Ndị Leman na ndị Amlịsaị wee jikọta ndị ọgụ ha nile ma e meriri ha—Alma wee gbuo Amlịsaị. Ihe dịka n'afọ 87 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo n'ime afọ nke ise
nke ọchịchị ha, a malitere inwe
ndọrọ-ndọrọ n'etiti ndị ahụ;
n'ihi na otu nwoke, a na-akpọ
Amlịsaị, ebe ọ bụ onye oke
aghụghọ, e, onye amamihe dịka
na amamihe nke ụwa, ya ebe
ọ dị n'usoro nke nwoke ahụ
nke gburu [a]Gịdiọn site na mma
agha, onye nke e gburu dịka
iwu ahụ siri dị—
2 Ugbua Amlịsaị a, site n'a-
ghụghọ ya, dọkpụrụ ọtụtụ ndị
mmadụ nye onwe ya; ọbụna dị
oke ukwuu nke mere na ha
malitere isi nnukwu ike; ma
ha malitere ịgba mbọ ihiwe
Amlịsaị ka ọbụrụ eze nye ndị
ahụ.
3 Ugbua nke a bụ ihe dị egwu
nye ndị nke nzukọ-nsọ ahụ,
na kwa nye ndị nile a na adọ-
kpụpụbeghị site n'ọtụtụ okwu
ime ka mmadụ kwenye nke
Amlịsaị; n'ihi na ha matara na
dịka iwu ha siri dị na ụdị
ihe ndị a ka a ga-ehiwerịrị site
[a]n'olu nke ndị ahụ.

30*c* Alma 16:14; OznỌd. 1:35.
32*a* NGAN Ife Arụsị.
*b* NGAN Ịnọ Nkịtị, Nọ Nkịtị.
*c* NGAN Ikwu Ihe Ọjọọ.
*d* NGAN Ntaji-anya.
*e* Jekọb 2:13; Alma 31:25; Mọm 8:28.
NGAN Mpako.
**2** 1*a* Alma 1:8.
3*a* Mosa. 29:25–27; Alma 4:16.

4 Ya mere, ọbụrụ na ọ ga-ekwe mee na Amlịsaị ga-enweta olu nke ndị ahụ, ya, ebe ọ buworo onye ajọọ-omume, [a]ga-anabi ha ihe nile ruru ha na ohere nile nke nzukọ-nsọ ahụ; n'ihi na ọ bụ uche obi ya ibibi nzukọ-nsọ nke Chineke ahụ.

5 Ma o wee ruo na ndị ahụ kpọkọtara onwe ha ọnụ n'akụkụ ala ahụ nile, onye ọbụla dịka uche ya siri dị, ma ọ dịnyere ma-ọbụ o megidere Amlịsaị, n'otu dị iche iche, na-enwe nnukwu ịrụ ụka na [a]ndọ-rọ-ndọrọ dị ebube otu onye na ibe ya.

6 Ma otu a ha na-akpọkọta onwe ha ọnụ ịtụnye olu ha nile gbasara okwu ahụ; ma e debere ha n'iru ndị-ikpe ahụ.

7 Ma o wee ruo na olu nke ndị ahụ bịara megide Amlịsaị, mere na e meghị ya eze nke ndị ahụ.

8 Ugbua nke a wetara nnukwu ọñụ n'obi nile nke ndị na-emegide ya; ma na Amlịsaị kpalitere ndị ahụ na akwado ya iwe oke iwe megide ndị na-anaghị akwado ya.

9 Ma o wee ruo na ha chịkọtara onwe ha ọnụ, ma doo Amlịsaị nsọ ka ọ bụrụ eze ha.

10 Ugbua mgbe e mere Amlịsaị eze nye ha o nyere ha iwu na ha ga-ewelite ngwa agha ha nile megide ụmụnne ha nwoke; ma nke a ka o mere ka o wee manye ha nye onwe ya.

11 Ugbua ndị nke Amlịsaị ka e gosịrị na ha dị iche site n'aha nke Amlịsaị, ebe a na-akpọ ha [a]ndị Amlịsaị; ma ndị fọdụrụ ka a kpọrọ [b]ndị Nifaị, ma-ọbụ ndị nke Chineke.

12 Ya mere ndị nke Nifaị matara maka nzube nke ndị Amlịsaị, ma ya mere ha jikeere izute ha; e, ha jikeere onwe ha jiri mma agha nile, ma jiri mma agha rọrọ arọ, ma jiri ụta nile, ma jiri arọ nile, ma jiri okwute, ma jiri ébè nile, ma jiri ụdị [a]ngwa-ọgụ nile nke agha dị iche iche.

13 Ma otu a ha dị na njikere izute ndị Amlịsaị n'oge nke ha na-abịa. Ma e nyere ha ọkwa ndị ọchị-agha, na ndị ọchị-agha dị elu, na ndị-isi ọchị-agha, dịka ọnụ ọgụgụ ha siri dị.

14 Ma o wee ruo na Amlịsaị nyere ndị ya ụdị ngwa-ọgụ nile nke agha dị iche iche n'ụdị ọbụla; ma ọ họpụtakwara ndị ọchịchị nile na ndị ndu nile nye ndị ya, idu ha gaa ọgụ megide ụmụnne ha nwoke.

15 Ma o wee ruo na ndị Amlịsaị bịara n'elu ugwu Amnaịhu, nke dị n'ọwụwa-anyanwụ nke [a]osimiri Saịdọn, nke gafere n'akụkụ [b]ala nke Zarahemla, ma n'ebe ahụ ha malitere ịkpasu ọgụ ha na ndị Nifaị.

16 Ugbua Alma, ebe ọ bụ [a]onye-isi-ikpe na onye-ọchịchị ndị Nifaị, ya mere ọ galitere ya na ndị ya, e, ya na ndị ọchị-agha ya, na ndị-isi ọchị-agha, e,

4*a* Alma 10:19; Hil. 5:2.
5*a* 3 Nif. 11:29.
11*a* Alma 3:4.
*b* Jekọb 1:13–14; Mosa. 25:12; Alma 3:11.
12*a* Mosa. 10:8; Hil. 1:14.
15*a* Alma 3:3.
*b* Omnai 1:13–15.
16*a* Mosa. 29:42.

n'isi nke ndị-agha ya nile megide
ndị Amlịsaị n'agha.
17 Ma ha malitere igbu ndị
Amlịsaị n'elu ugwu owụwa-
anyanwụ nke Saịdọn. Ma ndị
Amlịsaị nwere ndọrọ-ndọrọ ha
na ndị Nifaị na nnukwu ume,
nke mere na ọtụtụ ndị Nifaị
dara n'iru ndị Amlịsaị.
18 Otu o sila dị Onye-nwe nye-
re aka nke ndị Nifaị ume, nke
mere na ha gburu ndị Amlịsaị
n'oke ogbugbu, nke mere na ha
malitere ịgbalaga n'iru ha.
19 Ma o wee ruo na ndị Nifaị
chụrụ ndị Amlịsaị ọsọ ụbọchị
ahụ nile, ma gbuo ha n'oke
ogbugbu, nke mere na e [a]gburu
na ndị Amlịsaị puku iri na abụọ
narị ise iri atọ na mkpụrụ-obi
abụọ; ma e gburu na ndị Nifaị
puku isii narị ise iri isii na
mkpụrụ-obi abụọ.
20 Ma o wee ruo na mgbe Alma
na-enweghị kwa ike ịchụ ndị
Amlịsaị ọzọ o mere ka ndị ya
rụnye ụlọ-ikwụu ha nile na
[a]ndagwụrụgwụ nke Gịdiọn,
ndagwụrụgwụ ahụ ebe a kpọrọ
ya aha nke Gịdiọn ahụ onye e
gburu site n'aka nke [b]Niho na
mma agha; ma n'ime ndagwụ-
rụgwụ a ndị Nifaị rụnyere ụlọ-
ịkwuu ha nile maka abalị ahụ.
21 Ma Alma zigara ndị onyo-
ta-ọgba-ama ka ha soro ndị fọ-
dụrụ na ndị Amlịsaị, ka o wee
mata maka atụmatụ ha nile na
usoro akụkọ ha nile, nke ga-
eme ka o chee onwe ya nche
maka ha, ka o wee chekwa ndị
ya site na mbibi.
22 Ugbua ndị ahụ o zipụworo
iche ebe izu-ike ndị-agha nke
ndị Amlịsaị nche ka a kpọrọ
Zirọm, na Amnọ, na Mantaị, na
Lịmha; ndị a bụ ndị pụrụ ha na
ndị nwoke ha iche ebe izu-ike
ndị-agha nke ndị Amlịsaị nche.
23 Ma o wee ruo na n'echi ya
ha laghachịrị n'ime ebe izu-ike
nke ndị Nifaị na nnukwu ọsọ-
ọsọ, ebe ha nwere nnukwu ihe
ịtụ n'anya, ma jupụta n'egwu,
na-asị:
24 Lee, anyị soro ebe izu-
ike nke [a]ndị Amlịsaị, ma na
nnukwu ịtụ n'anya nye anyị,
n'ala Maịnọn, dị n'elu ala nke
Zarahemla, n'ụzọ e si eje ala
nke [b]Nifaị, anyị hụrụ ọtụtụ
igwe ndị nke Leman; ma lee,
ndị Amlịsaị esorowo ha;
25 Ma ha nọkwasịrị ụmụnne
anyị nwoke n'ala ahụ; ma ha
na-agbalaga n'iru ha kpọrọ igwe
anụ ha, na ndị nwunye ha, na
ụmụ ha, chee iru n'obodo-ukwu
anyị; ma ma ọbụghị ma anyị
mere ngwa-ngwa ha ga-enweta
onwunwe nke obodo-ukwu
anyị, na ndị nna anyị, na ndị
nwunye anyị, ma e gbuo ụmụ
anyị.
26 Ma o wee ruo na ndị nke
Nifaị weere ụlọ-ịkwuu ha nile,
ma pụọ site na ndagwụrụgwụ
nke Gịdiọn chee iru n'obodo-
ukwu ha, nke bụ obodo-ukwu
nke [a]Zarahemla.
27 Ma lee, dịka ha na-agafee
osimiri Saịdọn, ndị Leman na
ndị Amlịsaị, ebe ha dị [a]ọtụtụ
n'ọnụ ọgụgụ fọdụ ntakịrị, dịka

19*a* Alma 3:1–2, 26; 4:2.
20*a* Alma 6:7.
*b* Alma 1:7–15; 14:16.
24*a* Alma 3:4, 13–18.
*b* 2 Nif. 5:8.
26*a* Omnai 1:14, 18.
27*a* Jarọm 1:6.

o siri dị, ka aja nile nke osimiri
nta, bịakwasịrị ha ibibi ha.
28 Otu o sila dị, ndị Nifaị ebe
ha nwetara [a]ume site n'aka nke
Onye-nwe, ebe ha kpesịworo
ekpere ike nye ya ka o napụta
ha site n'aka nile nke ndị iro ha
nile, ya mere Onye-nwe nụrụ
akwa ha nile, ma nye ha ume,
ma ndị Leman na ndị Amlịsaị
dara n'iru ha.
29 Ma o wee ruo na Alma lụso-
ro Amlịsaị ọgụ jiri mma agha,
n'iru n'iru; ma ha dọsiri ndọrọ-
ndọrọ ike, otu na ibe ya.
30 Ma o wee ruo na Alma, ebe
ọ bụ onye nke Chineke, ebe a
kpalitere ya site na nnukwu
[a]okwukwe, tiri mkpu, na-asị: O
Onye-nwe, mee ebere ma debe
ndụ m, ka m wee bụrụ ngwa-
ọrụ n'aka Gị abụọ, ịzọpụta ma
chekwaa ndị a.
31 Ugbua mgbe Alma kwuwo-
ro okwu ndị a ọ lụrụ ọgụ ọzọ ya
na Amlịsaị; ma e nyere ya ume,
nke mere na o gburu Amlịsaị
site na mma-agha.
32 Ma ọ lụsokwara eze nke
ndị Leman ọgụ; ma na eze
ndị Leman gbaghachịrị azụ site
n'iru Alma ma ziga ndị nche ya
ka ha na Alma lụọ ọgụ.
33 Mana Alma, ya na ndị nche
ya, lụrụ ọgụ ya na ndị nche nile
nke eze nke ndị Leman ahụ wee
ruo mgbe o gburu ma chụghachị
ha azụ.
34 Ma otu a o kpochasịrị ala
ahụ, ma-ọbụ n'ụdị ọzọ akụkụ
mmiri ahụ, nke dị n'ọdịda-anya-
nwụ nke osimiri Saịdọn, na-atụ-
ba arụ nile nke ndị Leman ndị
e gbuworo n'ime mmiri nke
Saịdọn, na site na nke a ndị
ya ga-enwe ụzọ ịgafee ma lụọ
ọgụ ha na ndị Leman na ndị
Amlịsaị n'akụkụ ọdịda anya-
nwụ nke osimiri Saịdọn.
35 Ma o wee ruo na mgbe ha
nile gafeworo osimiri Saịdọn
ahụ na ndị Leman na ndị
Amlịsaị malitere ịgbalaga site
n'iru ha, na-agbanyeghị na ọnụ
ọgụgụ ha dị imerime nke a na-
enweghị ike ịgụta ha ọnụ.
36 Ma ha gbapụrụ n'iru ndị
Nifaị chee iru n'ọzara ahụ nke
dị n'ọdịda-anyanwụ na n'elu-
elu, gafee gbada oke ala nile
nke ala ahụ; ma ndị Nifaị chụrụ
ha ọsọ jiri ike ha, ma gbuo ha.
37 E, e zutere ha n'akụkụ nile,
ma gbuo ma chụghachị ha, wee
ruo mgbe a chụsasịrị ha n'ọdị-
da-anyanwụ ahụ, na n'elu elu,
wee ruo mgbe ha ruworo ọzara
ahụ, nke a kpọrọ Hermounts;
ma-ọbụ akụkụ ọzara ahụ nke
jupụtara na anụ ọhịa na anụ
ọhịa nile di egwụ.
38 Ma o wee ruo na ọtụtụ
nwụrụ n'ime ọzara ahụ maka
mmeru-arụ ha nile, ma anụ
ọhịa ọjọ ndị ahụ erie ha na
kwa udele nile nke ikuku; ma
ọkpụkpụ ha nile ka a chọtawo-
ro, ma akwakọtawo ha n'elu
ala ahụ.

## ISI 3

*Ndị Amlịsaị kara onwe ha akara dịka ndị-amụma kwuworo—Ndị Leman ka a bụworo ọnụ n'ihi nnupụ-isi ha—Ndị mmadụ na-eweta ọbụbụ-ọnụ ha n'isi onwe ha—Ndị*

28*a* Deut. 31:6.
30*a* NGAN Okwukwe.

*Nifaị wee merie ndị-agha nke ndị Leman ọzọ. Ihe dịka n'afo 87 ruo 86 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na ndị Nifaị ndị a
[a]na-egbughị site na ngwa-ọgụ
nile nke agha, mgbe ha lisịwo-
ro ndị egbuworo — ugbua ọnụ-
ọgụgụ ndị e gburu egbu agụta-
ghị ha ọnụ, n'ihi ịdị ukwuu nke
ọnụ-ọgụgụ ha — mgbe ha lisị-
worọrịị ndị ha nwụrụ anwụ ha
nile laghachịrị n'ala ha nile, na
n'ụlọ ha nile, na ndị nwunye ha
nile, na ụmụ ha.
2 Ugbua ọtụtụ ndịnyom na
ụmụaka ka e gbuworo site na
mma-agha, na kwa ọtụtụ igwe
atụrụ ha na igwe ehi ha; na kwa
ọtụtụ ubi mkpụrụ-akụkụ ha ka
e bibiri, n'ihi na ọtụtụ igwe
mmadụ zọpịara ha n'ụkwụ.
3 Ma ugbua ole ọbụla nke ndị
Leman na ndị Amlịsaị dị bụ ndị
e gbuworo n'elu akụkụ mmiri
nke osimiri Saịdọn ka a tụbara
n'ime [a]mmiri nile nke Saịdọn;
ma lee ọkpụkpụ ha nile dị
n'ime omimi nile nke [b]oke osi-
miri ahụ, ma ha dị ọtụtụ.
4 Ma [a]ndị Amlịsaị ka e gosịrị
dịka ndị dị iche n'ebe ndị Nifaị
nọ, n'ihi na ha [b]etinyewọrịị
onwe ha ihe nhụba ama jiri
uhie n'egedege iru ha nile dịka
n'ụdị nke ndị Leman; otu o sila
dị ha akpụchabeghị isi ha nile
dịka nke ndị Leman.
5 Ugbua isi nile nke ndị Leman
ka akpụchasịrị; ma ha [a]gba ọtọ,
ma ọbụghị akpụkpọ-anụ nke e
kere n'úkwù ha nile, na kwa
uwe ize ndụ ha, nke e kere ha,
na ụta ha nile, na akụ ha nile,
na okwute ha nile, na ébè ha
nile, na ihe ndị ọzọ.
6 Ma akpụkpọ arụ nke ndị
Leman dị oji, dịka ihe nhụba
ama nke e tịkwasịrị ndị nna ha,
nke bụ [a]ọbụbụ-ọnụ nye ha n'ihi
njehie ha na inupu-isi megide
ụmụnne ha nwoke, ndị bụ
Nifaị, Jekob, na Josef, na Sam,
ndị zịrị-ezi na ndị dị nsọ.
7 Ma ụmụnne ha nwoke chọrọ
ibibi ha, ya mere a bụrụ ha ọnụ;
ma Onye-nwe Chineke tịkwa-
sịrị [a]ihe nhụba ama n'arụ ha, e,
n'arụ Leman na Lemuel, na kwa
ụmụ nwoke nke Ịshmel, na ndị-
nyom nke Ịshmel.
8 Ma nke a ka e mere ka mkpụ-
rụ-afọ ha wee dị iche site
na mkpụrụ-afọ nke ụmụnne ha
nwoke, ka site na nke ahụ Onye-
nwe Chineke ga-echekwa ndị
ya, ka ha ghara [a]ịgwakọta ma
kwere [b]n'omenala nile na-ezi-
ghị-ezi ndị ga-eweta mbibi ha.
9 Ma o wee ruo na onye
ọbụla nke tịkọtara mkpụrụ-afọ
ya na nke ndị Leman wetara
otu ọbụbụ-ọnụ ahụ nye mkpụ-
rụ-afọ ya.
10 Ya mere, onye-ọbụla nke
kwere ka ndị Leman dufuo ya
ka a kpọrọ n'okpuru isi ahụ,
ma e nwere ihe nhụba ama e
tinyere ya.
11 Ma o wee ruo na onye-ọbụ-

**3** 1*a* Alma 2:19; 4:2.
3*a* Alma 2:15.
*b* Alma 44:22.
4*a* Alma 2:11.
*b* Alma 3:13–19.
5*a* Inọs 1:20; Mosa. 10:8; Alma 42:18–21.
6*a* 2 Nif. 5:21; 26:33. NGAN Ịbụ-ọnụ, Ịbụ Ọnụ nile.
7*a* 1 Nif. 12:23.
8*a* NGAN Luọ Alụlụ, Ọlụlụ Di na Nwunye—Ọlụlụ di na nwunye site na okwukwe.
*b* Mosa. 10:11–18; Alma 9:16.

la nke na-ekweghị [a]n'omenala
nke ndị Leman, kama kwere
akụkọ-ndekọta ndị ahụ e dere
ede ndị e wepụtara site n'ala
nke Jerusalem, na kwa n'ome-
nala nke ndị nna ha nile, nke bụ
ezi-okwu, ndị kwere n'iwu-nsọ
nile nke Chineke ma debe ha,
ka a kpọrọ ndị Nifaị, ma-ọbụ
ndị nke Nifaị, site n'oge ahụ
gaa n'iru—
12 Ma ọ bụ ha bụ ndị debere
akụkọ-ndekọta ndị ahụ nke bụ
[a]ezi-okwu maka ndị ha, na kwa
maka ndị nke ndị Leman.
13 Ugbua anyị ga-alaghachị
ọzọ n'ebe ndị Amlịsaị nọ, n'ihi
na ha kwa nwere [a]ihe nhụba
ama e tinyere ha; e, ha tinyere
onwe ha ihe nhụba-ama ahụ, e,
ọbụna ihe nhụba-ama nke uhie
n'elu egedege iru ha nile.
14 Otu a okwu nke Chineke ka
e mezuru, n'ihi na ndị a bụ
okwu ndị ahụ nke o kwuru nye
Nifaị: Lee, ndị Leman ka m bụ-
woro ọnụ, ma a ga m etịkwasị
ihe nhụba ama n'arụ ha ka ha
na mkpụrụ-afọ ha wee kewaa
site na gị na mkpụrụ-afọ gị, site
ugbua gaa n'iru na ruo mgbe
nile, ma ọbụghị na ha chegharị-
rị site n'ajọọ-omume ha ma [a]tụ-
gharikwute m ka m wee meere
ha ebere.
15 Ma ọzọ: A ga m etikwasị
ihe nhụba-ama n'arụ onye ahụ
nke ga-agwakọta mkpụrụ-afọ
ya na nke ụmụnne gị nwoke, ka
e wee bụọ kwa ha ọnụ.
16 Ma ọzọ: A ga m etịkwasị ihe
nhụba-ama n'arụ onye nke na-
alụso gị ọgụ na mkpụrụ-afọ gị.
17 Ma ọzọ, asị m onye ọbụla
nke si n'ebe ị nọ pụọ agaghị
akpọ kwa ya mkpụrụ-afọ gị ọzọ;
ma a ga m agọzi gị, na onye-
ọbụla a ga-akpọ mkpụrụ-afọ gị,
site ugbua na ruo mgbe nile;
ma ndị a bụ nkwa nile nke
Onye-nwe nye Nifaị na nye
mkpụrụ-afọ ya.
18 Ugbua ndị Amlịsaị amata-
ghị na ha na-emezu okwu nile
nke Chineke mgbe ha malitere
itinye onwe ha ihe nhụba-ama
n'egedege iru ha nile; otu o sila
dị ha apụtawo na [a]nnupụ-isi
pụtara ìhè megide Chineke, ya
mere ọ dịịrị mkpa na ọbụbụ-ọnụ
ahụ ga-adakwasị ha.
19 Ugbua ọ dị m ka asị na unu
ga-ahụ na ha wetaara onwe ha
ọbụbụ-ọnụ ahụ; ma ọbụna otu
a ka onye ọbụla nke [a]a bụrụ ọnụ
na-ewetara onwe ya amam-ikpe
nke onwe ya.
20 Ugbua o wee ruo na ọtụtụ
ụbọchị agafeghị ka a lụsịrị
ọgụ nke a lụrụ n'ala nke Zara-
hemla, sịte n'aka ndị Leman na
ndị Amlịsaị, na e nwere ndị-
agha ọzọ nke ndị Leman bata-
kwasịrị ndị nke Nifaị, [a]n'otu
ebe ahụ nke ndị-agha mbụ zu-
tere ndị Amlịsaị.
21 Ma o wee ruo na o nwere
ndị-agha e zipụrụ ịchụpụ ha site
n'ala ha:
22 Ugbua Alma n'onwe ya ebe
e [a]merụrụ ya arụ ọ galiteghị ọgụ
n'oge nke a megide ndị Leman.

11*a* Alma 17:9–11.
12*a* Mosa. 1:6; Ita 4:6–11.
13*a* Alma 3:4.
14*a* 2 Nif. 30:4–6.
18*a* 4 Ne. 1:38.
NGAN Nnupụ-isi.
19*a* 2 Nif. 5:21–25;
Alma 17:15.
20*a* Alma 2:24.
22*a* Alma 2:29–33.

23 Mana o zipụlitere igwe ndị-
agha megide ha; ma ha galitere
ma gbuo ọtụtụ ndị Leman, ma
chụpụ ndị nke fọdụrụ n'ime ha
site n'oke ala nile nke ala ha.
24 Ma ha laghachịrị ọzọ ma
malite ime udo n'ala ahụ, ebe ha
na-enweghị kwa nsogbu ọzọ na
nwa oge, ha na ndị iro ha nile.
25 Ugbua ihe ndị a nile ka e
mere, e, agha nile na ndọrọ-ndọ-
rọ nile ka a malitere ma kwụsị
n'ime afọ nke ise nke ọchịchị
nke ndị-ikpe.
26 Ma n'ime otu afọ ka e ziga-
ra ọtụtụ puku na iri-iri puku
nke mkpụrụ-obi nile gaa ụwa
ebighi-ebi, ka ha wee ghọrọ
[a]ọkwụkwụ-ụgwọ ọrụ ha nile
dịka ọrụ ha nile siri dị, ma ha dị
mma ma-ọbụ ma ha di njọ, ịghọ-
rọ añụrị ebighi-ebi ma-ọbụ nhu-
ju-anya ebighi-ebi, dịka mụọ
nke ha họọrọ irubere isi siri dị,
ma-ọbụ ezigbo mụọ ma-ọbụ
nke ọjọọ.
27 N'ihi na onye ọbụla na-ana-
ta [a]ọkwụkwụ-ụgwọ n'aka onye
ọ họọrọ [b]irubere isi, ma nke a
dịka okwu nile nke mụọ nke
ibu-amụma, ya mere ka ọ dị
dịka ezi-okwu ahụ. Ma otu a ka
afọ nke ise nke ọchịchị ndị-ikpe
siri kwụsị.

## ISI 4

*Alma wee mee ọtụtụ puku ndị a gbanwere baptism—Ajọọ-omume wee bata n'ime nzukọ-nsọ ahụ, ma ọga n'iru nzukọ ahụ wee nwee mgbochi—Nifaịha ka ahọpụtara onye-isi-ikpe—Alma, dịka onye isi nchụ-aja, tinyere onwe ya n'ịgbasa ije-ozi ahụ. Ihe dịka n'afọ 86 ruo 83 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo n'ime afọ
nke isii nke ọchịchị nke ndị-
ikpe na-achị ndị nke Nifaị, e
nweghị ndọrọ-ndọrọ ma-ọbụ
agha [a]n'ala nke Zarahemla.
2 Mana ndị ahụ nwere mkpa-
gbu, e, akpagburu ha nnukwu
n'ihi [a]ofufu nke ụmụnne ha
nwoke, na kwa n'ihi ofufu nke
igwe-anụ ha na igwe-anụmanụ
ha, na kwa n'ihi ofufu nke ubi
mkpụrụ-akụkụ ha nile, ndị nke
a zọpịara n'okpuru ụkwụ ma
nke ndị Leman bibiri.
3 Ma oke nnukwu ka mkpa-
gbu ha nile dị nke mere na
mkpụrụ-obi nile nwere ihe kpa-
tara ha iru uju; ma ha kwere na ọ
bụ ikpe nile nke Chineke e zida-
takwasịrị ha n'ihi ajọọ-omume
ha na ihe arụ ha nile; ya mere a
kpọtere ha na ncheta nke ọrụ
dịịrị ha.
4 Ma ha malitere ihiwe nzukọ-
nsọ ahụ n'ụju karịa; e, ma ọtụtụ
ka e mere baptism n'ime mmiri
nile nke Saịdọn ma e jikọtara
ha na nzukọ-nsọ nke Chineke;
e, e [a]mere ha baptism site n'aka
nke Alma, onye e doworo nsọ
ịbụ [b]onye isi nchụ-aja nye ndị
nzukọ-nsọ ahụ, site n'aka nke
nna ya Alma.
5 Ma o wee ruo n'ime afọ nke

26*a* NGAN Ọrụ nile.
27*a* Mosa. 2:31–33; Alma 5:41–42.
*b* Ndi Rom 6:16; Hil. 14:29–31. NGAN Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
**4** 1*a* Omnai 1:12–19.
2*a* Alma 2:19; 3:1–2, 26.
4*a* Mosa. 18:10–17.
*b* Mosa. 29:42.

asaa nke ọchịchị nke ndị-ikpe
nile e nwere ihe dịka mkpụrụ-
obi puku atọ na narị ise nke
jikọtara onwe ha nye [a]nzukọ-
nsọ nke Chineke ma e mere ha
baptism. Ma otu a ka afọ nke
asaa nke ọchịchị nke ndị-ikpe
siri kwụsị nye ndị nke Nifaị;
ma e nwere udo esepụghị-aka
n'oge ahụ nile.
6 Ma o wee ruo n'afọ nke asatọ
nke ọchịchị nke ndị-ikpe, na
ndị nke nzukọ-nsọ ahụ malite-
re siwanye ike na mpako, n'ihi
akụ na [a]ụba ha karịrị akarị, na
[b]ọmarịcha akwa silk ha nile, na
ọmarịcha akwa linen ha agba-
kọrọ agbakọ, na n'ihi ọtụtụ
igwe-atụrụ ha na igwe-ehi nile,
na ọla-edo ha na ọla-ọcha ha, na
ụdị ihe oke onụ ahịa nile dị iche
iche, ndị ha nwetaworo site
n'ịrụsi ọrụ ike; ma n'ihe nile
ndị a ka ha buliworo onwe
ha elu na mpako nke anya ha,
n'ihi na ha malitere iyi uwe
ndị dị ezigbo oke-ọnụ ahịa.
7 Ugbua nke a bụ ihe kpatara
nnukwu nsogbu nye Alma, e,
ma nye ọtụtụ ndị ahụ nke Alma
[a]doworo nsọ ịbụ ndị nkuzi,
na ndị nchụ-aja, na ndị okenye
na nzukọ-nsọ ahụ; e, ọtụtụ
n'ime ha nwere nnukwu mwute
maka ajọọ-omume nke ha hụrụ
maliteworo ịdị n'etiti ndị ha.
8 N'ihi na ha hụrụ ma lee
n'oke mwute na ndị nke nzukọ-
nsọ ahụ malitere inwe mbuli-elu
na [a]mpako nke anya ha, na
itinye obi ha nile n'elu akụ na
ụba na n'ihe efu nile nke ụwa,
nke mere na ha malitere inwe
nleli, otu n'ebe ibe ya nọ, ma ha
malitere isogbu ndị [b]na-ekwe-
ghị dịka ọchịchọ na mmasị nke
onwe ha siri dị.
9 Ma otu a, n'ime afọ nke asatọ
nke ọchịchị nke ndị-ikpe, a mali-
tere inwe nnukwu [a]ndọrọ ndọrọ
n'etiti ndị nzukọ-nsọ ahụ; e,
enwere [b]ntaji anya, na esem-
okwu, na echiche ọjọọ, na nso-
gbu nile, na mpako, ọbụna nke
karịrị mpako nke ndị na-abụghị
nke nzụko-nsọ nke Chineke.
10 Ma otu a ka afọ nke asatọ
nke ọchịchị nke ndị-ikpe siri
gwuchaa; ma ajọọ-omume nke
nzukọ-nsọ ahụ bụ nnukwu
okwute mkpọbe ụkwụ nye ndị
na-abụghị nke nzukọ-nsọ ahụ,
ma otu a nzukọ-nsọ ahụ malite-
re ịda n'ọga n'iru ya.
11 Ma o wee ruo na mmalite
nke afọ nke iteghete, Alma
hụrụ ajọọ-omume nke nzukọ-
nsọ ahụ, ma o hụkwara na [a]ihe
nlere-anya nke nzukọ-nsọ ahụ
malitere idu ndị ahụ na-ekwe-
ghị-ekwe na-iba site n'otu mpe-
kele mmehie baa n'ọzọ, si otu
a na-eweta mbibi nke ndị ahụ.
12 E, ọ hụrụ nnukwu ahaghị
n'otu n'etiti ndị ahụ, ụfọdụ na-
ebuli onwe ha elu na mpako
ha, na-eleda ndị ọzọ anya, na-
atụgharị azụ ha n'ebe [a]ndị nọ
na mkpa nọ na ndị gbaa ọtọ
na [b]ndị agụụ na-agụ, na ndị

5*a* Mosa. 25:18–23; 3 Nif. 26:21.
6*a* NGAN Ụba Akụ.
*b* Alma 1:29.
7*a* NGAN Ikike.
8*a* NGAN Mpako; Efu, Ihe-efu.
*b* Alma 1:21.
9*a* NGAN Ndọrọ-ndọrọ.
*b* NGAN Ntaji-anya.
11*a* 2 Sam. 12:14; Alma 39:11.
12*a* Aisa. 3:14; Jekọb 2:17.
*b* Mosa. 4:26.

akpịrị kpọrọ nkụ, na ndị nọ
n'ọrịa na mkpagbu.
13 Ugbua nke a bụ nnukwu
ihe kpatara ịkwa akwa arịrị
n'etiti ndị ahụ, mgbe ndị ọzọ
nọ n'ewedata onwe ha ala, na-
enyere ndị chọrọ enye m-aka,
aka, dịka [a]inye ihe ha nwere
nye ndị ogbenye na ndị chọrọ
enye m-aka, na-enye ndị agụụ
na-agụ nri, na-ata ahụhụ [b]mkpa-
gbu nile di iche iche, [c]n'ihi
Kraịst, onye ga-abịa dịka mụọ
nke ibu-amụma kwuru;
14 Na-elepụ anya maka ụbọ-
chị ahụ, [a]na-enwegide nsacha-
pụ nke mmehie ha nile; ebe ha
jupụtara na nnukwu [b]ọñụ n'ihi
mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ-
anwụ, dịka ọchịchọ na ike na
nnapụta nke Jisus Kraịst site
n'agbụ nile nke ọnwụ.
15 Ma ugbua o wee ruo na
Alma, ebe ọ hụworo mkpagbu
nile nke ndị dị umeala na-eso
Chineke, na nsogbu nile nke e
kpọkwasịrị n'isi ha, site n'aka
ndị nke ya fọdụrụ ma ebe ọ
hụrụ [a]ahaghị n'otu ha nile,
malitere inwe oke mwute; otu
o sila dị, Mụọ nke Onye-nwe
ahapụghị ya.
16 Ma ọ họpụtara otu onye-
amamihe onye bụ otu n'ime ndị
okenye nile nke nzukọ-nsọ ahụ,
ma nye ya ike dịka [a]olu nke ndị
ahụ siri dị, ka o wee nwe ike
ime [b]iwu nile dịka iwu ndị nke
e nyeworọrịị siri dị, ma n'itinye
ha n'ọrụ dịka ajọọ-omume na
mmebi iwu nile nke ndị ahụ
siri dị.
17 Ugbua aha nwoke a bụ
Nifaịha, ma ya ka a họpụtara
[a]onye-isi-ikpe, ma ọ nọdụrụ
n'oche ikpe ahụ ikpe na ịchị ndị
ahụ.
18 Ugbua Alma enyeghị ya
ọkwa ọrụ nke ịbụ onye isi nchụ-
aja na nzukọ-nsọ ahụ, mana ọ
dotara ọkwa ọrụ nke onye isi
nchụ-aja nye onwe ya; ma na o
nyefere oche-ikpe n'aka Nifaịha.
19 Ma nke a ka o mere ka [a]ya
n'onwe ya wee gagharịa n'etiti
ndị ya, ma-ọbụ n'etiti ndị nke
Nifaị, ka o wee kwusaa [b]okwu
nke Chineke nye ha, [c]ịkpalite
ha [d]n'icheta ọrụ ha, ma ka o
nwe ike ịdọda, site n'okwu nke
Chineke, mpako nile na aghụ-
ghọ na ndọrọ-ndọrọ nile nke dị
n'etiti ndị ya, ebe ọ na-ahụghị
ụzọ nke ọ ga-esi nwetaghachị
ha ma ọbụghị n'ikwudaru ala
site [e]n'igba-ama na-enweghị
ntụpọ megide ha.
20 Ma otu a na mmalite nke
afọ nke iteghete nke ọchịchị
nke ndị-ikpe nye ndị nke Nifaị,
Alma nyepụrụ [a]Nifaịha oche-
ikpe ahụ, ma debe onwe ya nile
nye [b]ọkwa nchụ-aja dị elu nke
usoro nsọ nke Chineke, nye

13*a* NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye.
*b* NGAN Ihe Isi-ike.
*c* 2 Ndị-Kọ 12:10.
14*a* Mosa. 4:12; Alma 5:26–35. NGAN Mee Ka o Zi-ezi, Nkwado Izi-ezi.
*b* NGAN Ọ̀hụ̀.
15*a* OznỌd. 38:27; 49:20.
16*a* Alma 2:3–7.
*b* Alma 1:1, 14, 18.
17*a* Alma 50:37.
19*a* Alma 7:1.
*b* Alma 31:5; OznỌd. 11:21–22.
*c* Inọs 1:23.
*d* Mosa. 1:17; Hil. 12:3.
*e* NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
20*a* Alma 8:12.
*b* Mosa. 29:42; Alma 5:3, 44, 49.

ịgba-ama nke okwu ahụ, dịka
mụọ nke mkpughe na ibu-amụ-
ma siri dị.

---

Okwu nile nke Alma, Onye Isi
Nchụ-aja dịka usoro nsọ nke
Chineke siri dị, zigara ndị ahụ
n'obodo-ukwu ha nile na ọnụ-
mara ha nile n'akụkụ nile ala
ahụ.

*Mejupụtara isi 5.*

## ISI 5

*Irite nzọpụta, ndị mmadụ ga-
echegharịrị ma debe iwu-nsọ nile,
bụrụ ndị a mụrụ ọzọ, sachaa uwe
ha nile site n'ọbara nke Kraịst, dị
umeala ma wezuga onwe ha site
na mpako na ntaji anya, ma na-
arụ ọrụ nile nke ezi-omume—Ezi
onye-ọzụzụ atụrụ na-akpọ ndị
ya—Ndị nke na-arụ ajọọ-ọrụ bụ
ụmụ nke ekwensu—Alma wee
gbaa ama maka ezi-okwu nke ozizi
ya ma nye ndị mmadụ iwu ka
ha chegharịa—Aha nile nke ndị
ezi-omume ka a ga-ede n'akwụkwọ
nke ndụ. Ihe dịka n'afọ 83 tutu
amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na Alma mali-
tere [a]ikwu [b]okwu nke Chineke
nye ndị ahụ, mbụ n'ala nke
Zarahemla, ma site n'ebe ahụ
gazuo ala ahụ nile.
2 Ma ndị a bụ okwu nile ndị
ọ gwara ndị ahụ n'ime ụlọ
nzukọ-nsọ nke e wuru n'obo-
do-ukwu nke Zarahemla, dịka
akụkọ-ndekata nke ya siri dị,
na-asị:
3 Mụ, Alma, ebe e [a]doworo m
nsọ site na nna m, Alma, ịbụ
[b]onye isi nchụ-aja na nzukọ-nsọ
nke Chineke, ya ebe o nwere ike
na [c]ikike sitere na Chineke ime
ihe ndị a, lee, asị m unu na ọ
malitere ihiwe ụlọ nzukọ-nsọ
[d]n'ala ahụ nke dị n'oke-ala nile
nke Nifaị; e, ala ahụ nke a kpọrọ
ala nke Mọmọn; e, ma o mere
ụmụnne ya baptism na mmiri
nile nke Mọmọn.
4 Ma lee, asị m unu, a [a]napụta-
ra ha site n'aka nile nke ndị eze
Noa, site n'ebere na ike nke
Chineke.
5 Ma lee, mgbe nke a gasịrị,
a kpọbatara ha [a]n'ịbụ-oru site
n'aka nile nke ndị Leman n'ime
ọzara ahụ; e, asị m unu, ha
nọ na ndọkpụ n'agha, ma ọzọ
Onye-nwe napụtara ha site
[b]n'ịbụ-oru site n'ike nke okwu
ya; ma a kpọtara anyị n'ime ala
nke a, ma n'ebe a anyị malitere
ihiwe nzukọ-nsọ nke Chineke
n'akụkụ nile ala nke a kwa.
6 Ma ugbua lee, asị m unu,
ụmụnne m nwoke, unu ndị bụ
nke nzukọ-nsọ a, unu edotawo
na ncheta zuru oke ndọkpụ
n'agha nke ndị nna unu? E, ma
unu edotawo na ncheta zuru
oke ebere ya na ogologo-ahụhụ
n'ebe ha nọ? Ma nke ka nke, unu
edotawo na ncheta zuru oke na
ọ napụtawo mkpụrụ-obi ha nile
site n'ala mụọ?
7 Lee, ọ gbanwere obi ha nile;

---

**5** 1*a* Alma 4:19.
*b* Alma 5:61.
3*a* NGAN Chie Echichi, Echichi.
*b* Alma 4:4, 18, 20.
*c* Mosa. 18:13; 3 Nif. 11:25.
*d* Mosa. 18:4; 3 Nif. 5:12.
4*a* Mosa. 23:1–3.
5*a* Mosa. 23:37–39; 24:8–15.
*b* Mosa. 24:17.

e, ọ kpọtere ha site n’ụra miri
emi, ma ha tetara nye Chineke.
Lee, ha nọ n’etiti ọchịchịrị;
otu o sila dị, mkpụrụ-obi ha
nile ka a mụnyere ọkụ site
n’ìhè nke okwu mgbe nile na-
adigide; e, e jiri [a]agbụ nile nke
ọnwụ, na [b]ụdọ igwe nile nke
ala mụọ gbaa ha gburu-gburu,
ma mbibi mgbe nile na-adigide
dị na-eche ha.
8 Ma ugbua ana m aju
unu, ụmụnne m nwoke, ebibiri
ha? Lee, asị m unu, E-e, ebibi-
ghị ha.
9 Ma ọzọ ana m ajụ, etijiri
agbụ nile nke ọnwụ, na ụdọ-
igwe nile nke ala mụọ nke
gbara ha gburu-gburu, a tọpụrụ
ha? Asị m unu, E, a tọpụrụ ha,
ma mkpụrụ-obi ha gbasara
mbara, ma ha bụrụ abụ mgba-
pụta ịhụ-n’anya. Ma asị m unu
na a zọpụtara ha.
10 Ma ugbua ana m ajụ unu
n’ụdị ọnọdụ gịnị ka e jiri
[a]zọpụta ha? E, olee mgbakwasị-
ụkwụ ha nwere inwe olile-anya
maka nzọpụta? Gịnị bụ ihe
kpatara ntọpụ ha site n’agbụ
nile nke ọnwụ, e, na kwa ụdọ-
igwe nile nke ala mụọ?
11 Lee, enwere m ike ịgwa
unu—nna m Alma o kweghị
n’okwu nile nke e kwuru site
n’ọnụ [a]Abịnadaị? Ma ọ bụghị
onye-amụma dị nsọ? O kwughị
okwu nile nke Chineke, ma nna
m Alma kwere ha?
12 Ma dịka okwukwe ya e
nwere nnukwu [a]mgbanwe e
mere n’obi ya. Lee asị m unu na
nke a nile bụ ezi-okwu.
13 Ma lee, o [a]kwusara okwu
ahụ nye ndị nna unu, ma nnu-
kwu mgbanwe ka e mekwara
n’obi ha nile, ma ha wedatara
onwe ha ala ma tinye [b]ntụkwasị-
obi ha na [c]Chineke nke ezi-
okwu ahụ dị ndụ. Ma lee ha
nwere okwukwe ruo na [d]ngwu-
cha ahụ; ya mere a zopụtara ha.
14 Ma ugbua lee, ana m ajụ
unu, ụmụnne m nke nzukọ-nsọ
ahụ, [a]unu abụrụwo ndị amụrụ
n’ime mụọ nke Chineke? Unu
anatawo onyinyo ya na mbara
iru unu? Unu enwetawo nnu-
kwu [b]mgbanwe a n’obi unu
nile?
15 Unu na-enwe okwukwe na
mgbapụta nke ya onye [a]kere
unu? Unu na-enwe olile anya
jiri anya nke okwukwe, ma hụ
arụ na-anwụ anwụ [b]ekulitere
na anwụghị-anwụ, na ire-ure a
ekulitere n’ereghị-ure, iguzọro
n’iru Chineke ka [c]ekpe ya ikpe
dịka omume nile nke e meworo
n’arụ na-anwụ anwụ siri dị?
16 Asị m unu, unu nwere ike
ịtụgharị uche nye onwe unu
na unu na-anụ olu nke Onye-
nwe, na-asị unu, n’ụbọchị ahụ:

7*a* Mosa. 15:8.
*b* Alma 12:11; OznỌd. 138:23.
10*a* ngan Nzọpụta; Atụmatụ nke Mgbapụta.
11*a* Mosa. 17:1–4.
12*a* ngan Mgbanwe, Onye Agbanwere.
13*a* Mosa. 18:7.
*b* ngan Ntụkwasị-obi.
*c* Mọm 9:28; OznỌd. 20:19.
*d* ngan Nọgide.
14*a* Mosa. 27:24–27; Alma 22:15. ngan Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
*b* Ndi Rom 8:11–17; Mosa. 5:2; Moses 6:65. ngan Mgbanwe, Onye Agbanwere.
15*a* ngan Kee, Okike.
*b* ngan Mbilite n’Ọnwụ.
*c* ngan Ikpe nke Ikpe-azụ.

Bịakwute m unu ndị a [a]gọziri-
agọzi, n'ihi na lee, ọrụ nile nke
unu abụwo ọrụ nile nke ezi-
omume n'elu iru nke ụwa ahụ?

17 Ma-ọbụ unu na-atụgharị
uche nye onwe unu na unu
nwere ike ịgwa Onye-nwe okwu
ụgha n'ụbọchị ahụ, ma [a]sị—
Onye-nwe ọrụ anyị nile abụwo
rịị ọrụ ezi-omume n'elu iru nke
ụwa ahụ—ma na ọ ga-azọpụta
unu?

18 Ma-ọbụ n'ụzọ ọzọ, unu
nwere ike ịtụgharị uche hụ
onwe unu ka akpọpụtara n'ịrụ
oche-ikpe nke Chineke jiri
mkpụrụ-obi nile unu jupụtara
na amamikpe na mwute, ebe
unu nwere ncheta nke ọmụma-
ikpe unu nile, e, [a]ncheta zuru-
oke nke ajọọ-omume unu e,
ncheta na unu emeruwo iwu-
nsọ nile nke Chineke?

19 Asị m unu, unu nwere ike
ilekwasị Chineke anya n'ụbọ-
chị ahụ jiri obi n'enweghị ntụ-
pọ na aka dị ọcha? Asị m unu,
unu nwere ike ileli anya elu,
nwere [a]onyinyo nke Chineke
akanyere n'elu mbara iru unu?

20 Asị m unu, unu nwere ike
iche maka ịbụ ndị a zọpụtara
mgbe unu ranyeworo onwe
unu ịghọ ndị nọ [a]n'okpuru
ekwensu?

21 Asị m unu, unu ga-amata
n'ụbọchị ahụ na enweghị ike
[a]ịzọpụta unu; n'ihi na ọdịghị
onye ọbụla a-ga-azọpụta [b]ma
ọbụghị na uwe ya nile ka a sa-
chapụrụ ọcha; e, uwe ya nile ka
a ga-edebe ọcha [c]n'enweghị ntụ-
pọ ruo mgbe a sachara ha site na
ntụpọ nile, site n'ọbara nke onye
ahụ nke nna anyị ha kwuworo
maka ya, onye ga-abịa ịgbapụta
ndị ya site na mmehie ha nile.

22 Ma ugbua a na m ariọ unu,
ụmụnne m nwoke, olee otụ ọ
ga-adị onye ọbụla n'ime unu,
ma ọbụrụ na unu ga-eguzoro
n'iru oche-ikpe nke Chineke,
nwere uwe unu nile [a]ọbara me-
tọrọ na ụdị [b]iru inyi nile? Lee,
gịnị ka ihe ndị a ga-agba-ama
megide unu?

23 Lee ha agaghị [a]agba-ama
na unu bụ ndị ogbu mmadụ,
e, na kwa na unu bu ndị-ikpe
mara n'ụdị ajọọ-omume nile dị
iche iche?

24 Lee, ụmụnne m nwoke,
unu chere na ụdị onye ahụ nwe-
re ike inweta ebe ọ ga-anọdụ
ọdụ n'ala-eze nke Chineke, ya
na [a]Abraham, ya na Aịsak, na
ya na Jekọb, na kwa ndị-amụ-
ma nile dị nsọ, ndị asachaworo
uwe ha nile ma ha enweghị
mmetọ, enweghị ntụpọ ma dị
ọcha?

25 Asị m unu, E-e; ma ọbụghị
na unu mere Onye-okike anyị
onye-okwu ụgha site na mma-
lite, ma-ọbụ were dịka na ọ
bụ onye okwu ụgha site na
mmalite, unu enweghị ike iwe-
re dịka na ụdị ahụ nwere ike

16*a* Mat. 25:31–46.
17*a* 3 Nif. 14:21–23.
18*a* Ezik. 20:43;
2 Nif. 9:14;
Mosa. 3:25;
Alma 11:43.
19*a* 1 Jọn 3:1–3.
20*a* Mosa. 2:32.
21*a* NGAN Nzọpụta.
*b* 1 Nif. 12:10;
Alma 13:11–13;
3 Nif. 27:19–20.
*c* NGAN Enweghị
Ntụpọ.
22*a* Aisa. 59:3.
*b* NGAN Inyi, Iru-inyi.
23*a* Aisa. 59:12.
24*a* Luk 13:28.

inwe ọnọdụ n'ala-eze nke elu-
igwe; mana a ga-achụpụ ha
n'ihi na ha bụ [a]ụmụ nke ala-eze
nke ekwensu ahụ.
26 Ma ugbua lee, asị m unu,
ụmụnne m nwoke, ọbụrụ na
unu enwetawo [a]mgbanwe nke
obi, ma ọbụrụ na unu enwewo
mmetụ ịbụ [b]abụ mgbapụta ịhụ-
n'anya, aga m ajụ, [c]unu nwere
ike inwe mmetụ dị otu ahụ
ugbua?
27 Unu agawo ije, debe onwe
unu [a]n'enweghị ụta n'iru
Chineke? Unu nwere ike ịkwu,
ọbụrụ na akpọrọ unu ịnwụ
n'oge a, n'ime onwe unu, na
unu adịwo [b]umeala zuru oke?
Na uwe unu nile ka asachawo-
ro ma mee ka ha dị ọcha site
n'ọbara nke Kraịst, onye ga-
abịa [c]ịgbapụta ndị ya site na
mmehie ha nile?
28 Lee, unu eyipụwo [a]mpako?
Asị m unu, ọbụrụ na unu eyi-
pụbeghị unu adịghị na njikere
izute Chineke. Lee unu ga-eji-
kere ọsọ-ọsọ; n'ihi na ala-eze
nke elu-igwe na-abịa ọsọ-ọsọ,
ma ụdị onye ahụ enweghị ndụ
ebighi-ebi.
29 Lee, asị m, o nwere otu
n'etiti unu onye n'eyipụbeghị
[a]ntaji anya? Asị m unu na ụdị
onye ahụ anọghị na njikere;
ma ọ dị m ka o jikere ọsọ-ọsọ,
n'ihi na oge awa ahụ abịawo
nso, ma ọ mataghị mgbe oge
ahụ ga-abịa; n'ihi na ụdị onye
ahụ agaghị achọta ya onye-
ikpe na-amaghị.
30 Ma ọzọ asị m unu, o nwere
otu n'etiti unu nke na [a]akwa
nwanne ya nwoke emu, ma-ọbụ
nke na-akwakọtara ya nsogbu
nile?
31 Ahụhụ na-adịrị ụdị onye
ahụ, n'ihi na ọ nọghị na njikere,
ma oge ahụ dị nso na ọ ga-eche-
gharịrị ma-ọbụ a gaghị enwe ike
ịzọpụta ya!
32 E, ọbụna ahụhụ na-adịrị
unu nile [a]na-eme ajọọ-omume;
chegharịa, chegharịa, n'ihi na
Onye-nwe Chineke ekwuwo ya!
33 Lee, ọ na-ezipụ ịkpọ oku
nye [a]mmadụ nile, n'ihi na [b]aka
ebere nile ka esetịpụrụ n'ebe ha
nọ, ma ọ na-asị: chegharịa, ma
aga m anabata unu.
34 E, ọ na-asị: [a]Biakwute m ma
unu ga-aracha site na [b]mkpụrụ
nke osisi nke ndụ; e, unu ga-eri
ma ñụọ site [c]n'achịcha na mmiri
nile nke ndụ na [d]akwụghị ụgwọ.
35 E, bịakwute m ma were ọrụ
nile nke ezị-omume bịa, ma a
gaghị egbutu unu ma tụba unu
n'ime ọkụ—
36 N'ihi na lee, oge ahụ
adịwo nso mgbe onye ọbụla nke
[a]na-amịpụtaghị mkpụrụ ọma,

25*a* 2 Nif. 9:9.
26*a* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.
*b* Alma 26:13.
*c* Mosa. 4:12; OznỌd. 20:31–34.
*c* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
27*a* NGAN Mee Ka o Zi-ezi, Nkwado Izi-ezi.
*b* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
28*a* NGAN Mpako.
29*a* NGAN Ntaji-anya.
30*a* NGAN Ikwu Ihe Ọjọọ.
32*a* Abụọma 5:5.
33*a* Alma 19:36; 3 Nif. 18:25.
*b* Jekọb 6:5; 3 Nif. 9:14.
34*a* 2 Nif. 26:24–28; 3 Nif. 9:13–14.
*b* 1 Nif. 8:11; 15:36.
*c* NGAN Achịcha nke Ndụ.
*d* 2 Nif. 9:50–51; Alma 42:27.
36*a* Mat. 3:10; 7:15–20; 3 Nif. 14:19; OznỌd. 97:7.

ma-ọbụ onye ọbụla nke na-ana-
ghị arụ ọrụ nke ezi-omume,
onye ahụ nwere ihe kpatara ọ
ga-eji kwaa arịrị ma ruo uju.
37 O unu ndị na-arụ ọrụ ajọọ-
omume; unu ndị na-afuli elu
n'ime [a]ihe efu nile nke ụwa, unu
ndị kwupụtaworo na unu ama-
tawo ụzọ nile nke ezi-omume
otu o sila dị unu [b]ejehiewo, dịka
[c]atụrụ na-enweghị onye-ọzụzụ
atụrụ, [d]akpọwo unu ma ka na-
akpọ unu, mana unu agaghị
[e]aña ntị n'olu ya!
38 Lee, asị m unu, na [a]onye-
ọzụzụ atụrụ ọma ahụ na-akpọ
unu; e, ma n'aha nke ya ọ na-
akpọ unu, nke bụ aha nke
Kraịst; ma ọbụrụ na unu agaghị
[b]aña ntị n'olu nke [c]onye-ọzụzụ-
atụrụ ọma ahụ, ruo [d]n'aha ahụ
nke a kpọrọ unu, lee, unu abụ-
ghị atụrụ nke onye-ọzụzụ atụrụ
ọma ahụ.
39 Ma ugbua ọbụrụ na unu
abụghị atụrụ nke onye-ọzụzụ-
atụrụ-ọma ahụ, ọbụ [a]igwe nke
onye ka unu bụ? Lee, asị m unu,
na [b]ekwensu ahụ bụ onye-ọzụ-
zụ atụrụ unu, ma unu bụ nke
otu ya; ma ugbua, onye ga-agọ-
narị nke a? Lee, asị m unu, onye
ọbụla nke na-agọnarị nke a bụ
[c]onye okwu-ụgha na [d]nwa nke
ekwensu.
40 N'ihi na asị m unu na ihe
ọbụla dị [a]mma sitere na Chineke
bịa, ma ihe ọbụla dị njọ sitere na
ekwensu bịa.
41 Ya mere, ọbụrụ na nwoke
na-amipụta [a]ọrụ ọma nile ọ na-
aña ntị n'olu nke onye-ọzụzụ
atụrụ ọma ahụ, ma ọ na-eso
ya; mana onye ọbụla nke na-
amipụta ajọọ ọrụ nile, onye ahụ
na-aghọ [b]nwa nke ekwensu,
n'ihi na ọ na-aña ntị n'ọlụ ya,
ma na-eso ya.
42 Ma onye ọbụla nke na-eme
nke a ga-anatarịrị [a]ụgwọ-ọrụ
nile n'aka ya; ya mere, maka
[b]ụgwọ-ọrụ ya nile ọ na-anata
[c]ọnwụ, dịka n'ihe nile gbasara
ebe ezi-omume dị, ebe ha nwụ-
rụ anwụ n'ebe ọrụ ọma nile dị.
43 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, ọ dị m ka asị na unu ga-anụ
olu m, n'ihi na a na m ekwu
n'ume nke mkpụrụ-obi m; n'ihi
na lee, a gwawo m unu okwu
dị mfe nghọta nke ga-eme ka
unu ghara imehie, ma-ọbụ
ekwuwo m dịka iwu-nsọ nile
nke Chineke siri dị.
44 N'ihi na a kpọrọ m ka m
kwuo n'ụdị a, dịka [a]usoro nsọ
nke Chineke siri dị, nke dị n'ime
Kraịst Jisus; e, enyere m iwu ka
m guzoro ma gbaa ama nye ndị
a ihe nile ndị e kwuworo site na
ndị nna anyị gbasara ihe nile
ndị ga-abịa.

37*a* ngan Efu, Ihe-efu.
*b* 2 Nif. 12:5; 28:14; Mosa. 14:6.
*c* Mat. 9:36.
*d* Ilu 1:24–27; Aisa. 65:12.
*e* Jer. 26:4–5; Alma 10:6.
38*a* ngan Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
*b* Lev. 26:14–20; OznỌd. 101:7.
*c* 3 Nif. 15:24; 18:31.
*d* Mosa. 5:8; Alma 34:38.
39*a* Mat. 6:24; Luk 16:13.
*b* Mosa. 5:10. ngan Ekwensu.
*c* 1 Jọn 2:22.
*d* 2 Nif. 9:9.
40*a* Omnai 1:25; Ita 4:12; Moro. 7:12, 15–17.
41*a* 3 Nif. 14:16–20. ngan Ọrụ nile.
*b* Mosa. 16:3–5; Alma 11:23.
42*a* Alma 3:26–27; OznỌd. 29:45.
*b* Ndi Rom 6:23.
*c* Hil. 14:16–18. ngan Ọnwụ nke Mụọ.
44*a* Alma 13:6.

45 Ma nke a abụghị ihe nile. Unu echeghị na m [a]matara maka ihe ndị a na onwe m? Lee, a na m agbara unu ama na ama m na ihe ndị a m gwaworo unu maka ha bụ ezi-okwu. Ma olee otu unu siri chee na m matara maka ha ịbụ ihe ga-eme eme?

46 Lee, asị m unu e mere ka m [a]mata ha site na Mụọ Nsọ nke Chineke. Lee, [b]ebuwo m ọnụ ma kpee ekpere ọtụtụ ụbọchị ka m wee mata ihe ndị a n'onwe m. Ma ugbua a matara m n'onwe m na ha bụ ezi-okwu; n'ihi na Onye-nwe Chineke egosịpụtawo m ha site na Mụọ Nsọ Ya; ma nke a bụ mụọ nke [c]mkpughe nke dị n'ime m.

47 Ma nke ka nke, asị m unu na ekpughewo ya otu a nye m, na okwu nile ndị nna anyị ha kwuworo bụ ezi-okwu, ọbụna otu a dịka mụọ nke ibu-amụma nke dị n'ime m siri dị, nke bụ kwa site na ngosipụta nke Mụọ nke Chineke.

48 Asị m unu, na ama m n'onwe m na ihe ọbụla m ga-agwa unu, gbasara ihe nke ga-abịa abịa, bụ ezi-okwu; ma asị m unu, na a ma m na Jisus Kraịst ga-abịa, e, ọkpara ahụ, Onye Nna mụtara nanị Ya, jupụtara na amara, na ebere, na ezi-okwu. Ma lee, ọbụ ya na-abịa ibupụ mmehie nile nke ụwa, e, mmehie nile nke onye ọbụla nke guzosịrị-ike n'ikwere n'aha ya.

49 Ma ugbua asị m unu, na nke a bụ [a]usoro nke e siri kpọọ m, e, ikwusara ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, e, na onye ọbụla nke bi n'ala ahụ; e, ikwusara ndị nile, ma ndị okenye ma ụmụaka ma ndị oru ma ndị nwe onwe ha; e, asị m unu ndị kara nka, na kwa ndị okorọbịa, na ọgbọ ndị n'ebilite ebilite; e, ibeku ha na ha ga-echegharịrị ma bụrụ ndị a [b]mụrụ ọzọ.

50 E, otu a ka Mụọ ahụ kwuru: Chegharịa, unu nsọtụ nile nke ụwa, n'ihi na ala-eze nke elu-igwe na-abịa nso ọsọ-ọsọ; e, nwa nke Chineke na-abịa [a]n'ebube ya, n'ike ya, ụdị eze, ike, na ọchịchị. E, ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, asị m unu, na Mụọ ahụ sịrị: Lee ebube nke Eze nke ụwa nile, na kwa [b]Eze nke elu-igwe ga-amụwapụta na nso-nso n'etiti ụmụ nke mmadụ.

51 Ma kwa Mụọ ahụ sịrị m, e, ọ kpọkuru m n'olu ike, na-asị: Gaa n'ịrụ ma sị ndị a — chegharịa, n'ihi ma ọbụghị ma unu chegharịrị unu enweghị ike iketa ala-eze nke [a]elu-igwe.

52 Ma ọzọ asị m unu, Mụọ ahụ sịrị: Lee, edebere [a]onye-ike na mgbọrọgwụ osisi ahụ, ya mere osisi ọbụla nke na-amịtaghị

45*a* NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
46*a* 1 Ndị-Kọ 2:9–16.
*b* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
*c* NGAN Mkpughe.
49*a* NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku; Ọkwa Nchụ-aja.
*b* NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
50*a* NGAN Otuto; Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ nke Jisus Kraịst.
*b* Abụọma 24; Mat. 2:2; Luk 23:2; 2 Nif. 10:14; OznỌd. 38:21–22; 128:22–23; Moses 7:53. NGAN Jisus Kraịst; Ala-eze Chineke ma-ọbụ Ala-eze Elu-igwe.
51*a* NGAN Elu-igwe.
52*a* Luk 3:9; OznỌd. 97:7.

mkpụrụ-ọma a ga [b]egbutu ya ma tụba ya n'ime ọkụ, e, ọkụ nke n'enweghị ike irecha erecha, ọbụna ọkụ na-agaghị enwe ike imenyụ emenyụ. Lee, ma cheta, Onye-Nsọ ahụ ekwuwo ya.

53 Ma ugbua ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, asị m unu, unu ga-enwe ike nagide okwu ndị a; e, unu nwere ike debe n'akụkụ ihe ndị a, ma [a]zọgide Onye-Nsọ ahụ n'okpuru ụkwụ unu; e, unu nwere ike ibuli onwe unu elu na [b]mpako nke obi unu nile, e, unu ga-anọsiriri ike n'iyi [c]uwe oke ọnụ ahịa na itinye obi unu nile n'ihe efu nile nke ụwa, na [d]akụ n'ụba unu nile?

54 E, unu ga-anọgide n'iche na unu ka mma otu karịa ibe ya; e, unu ga-anọgide n'isogbu ụmụnne unu nwoke, ndị wedatara onwe ha ala ma na-aga ije n'usoro nsọ nke Chineke, site na nke akpọbataworo ha n'ime nzukọnsọ a, ebe e [a]doworo ha nsọ site na Mụọ Nsọ ahụ, ma ha naewepụta ọrụ nile ndị na-egosị nchegharị—

55 E, ma unu ga-anọgide n'ịtụgharị azụ unu nile nye [a]ndị ogbenye, na ndị nọ na mkpa, na n'ijịchi ihe unu nwere site n'irute ha?

56 Ma n'ikpeazụ, unu nile ndị ga-anọgide n'ime ajọọ-omume unu, asị m unu na ndị a bụ ndị a ga-egbutu ma tụba n'ime ọkụ ma ọbụghị ma ha mere ọsọ-ọsọ chegharịa.

57 Ma ugbua asị m unu, unu nile ndị chọsịrị ike isoro olu nke [a]onye-ọzụzụ-atụrụ-ọma ahụ, pụta nụ site n'etiti ndị ajọọ mmadụ, ma nọdụ nụ [b]iche, ma ebịtụla ihe ha nile na-adịghị ọcha aka; ma lee, aha ha nile ka a [c]ga-ehichapụ nke ga-eme na agaghị agụnye ndị ajọọ-mmadụ n'aha nke ndị ezi-omume, ka e wee mezuo okwu nke Chineke, nke sịrị: Aha nile nke ndị ajọọomume agaghị agwakọta ha na aha nile nke ndị m;

58 N'ihi na aha nile nke ndị ezi-omume a ga-ede ha n'ime [a]akwụkwọ nke ndụ, ma-ọbụ ha ka m ga-enye nketa n'aka nri m. Ma ugbua, ụmụnne m nwoke, gịnị ka unu nwere ikwu megide nke a? Asị m unu, ọbụrụ na unu kwuo okwu megide ya, ọdịghị ihe ọ mere, n'ihi na okwu nke Chineke a ga-emezurịrị ya.

59 N'ihi na o lee onye-ọzụzụ atụrụ nọ n'etiti unu nwere ọtụtụ atụrụ na-adịghị eche ha nche, ka nkịta-ọhịa ghara ibanye ma richapụ igwe atụrụ ya? Ma lee, ọbụrụ na nkịta-ọhịa banye n'igwe atụrụ ya ọdịghị achụpụ ha? E, ma n'ikpe-azụ, ọbụrụ na o nwere ike, ọ ga-ebibi ya.

60 Ma ugbua asị m unu na

52*b* Jekọb 5:46; 6:7; 3 Nif. 27:11–12.
53*a* 1 Nif. 19:7.
*b* NGAN Mpako.
*c* 2 Nif. 28:11–14; Mọm 8:36–39.
*d* Abụọma 62:10; OznỌd. 56:16–18.
54*a* NGAN Ido-nsọ.
55*a* Abụọma 109:15–16; Jekọb 2:17; Hil. 6:39–40.
57*a* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
*b* Ezra 6:21; 9:1; Neh. 9:2; 2 Ndị-Tes. 3:6; OznỌd. 133:5, 14.
*c* Deut. 29:20; Moro. 6:7; OznỌd. 20:8.
58*a* NGAN Akwụkwọ nke Ndụ.

onye-ọzụzụ atụrụ ọma ahụ na-
akpọ unu; ma ọbụrụ na unu ga-
aña ntị n'olu ya ọ ga-akpọbata
unu n'igwe ya, ma unu bụ atụ-
rụ ya; ma ọ na-enye unu iwu ka
unu ghara ikwe nkịta-ọhịa ndo-
gbu ịbata n'etiti unu, ka a ghara
ibibi unu.
61 Ma ugbua mụ, Alma, na-
enye unu iwu [a]n'asụsụ nke onye
ahụ nyeworo m iwu, ka unu ji-
sie ike na-eme okwu nile nke m
gwaworo unu.
62 Ana m ekwu okwu n'ụdị
iwu nye unu ndị bụ nke nzukọ-
nsọ ahụ; ma nye ndị na-abụghị
nke nzukọ-nsọ ahụ a na m ekwu
n'ụdị ịkpọ oku, na-asị: Bịa ma ka
e mee unu baptism ruo na
nchegharị, ka unu kwa wee
bụrụ ndị ga-eso keta oke n'ịra-
cha mkpụrụ [a]osisi nke ndụ ahụ.

## ISI 6

*Nzukọ-nsọ ahụ dị na Zarahemla ka a sachara ma dozie n'usoro—Alma wee gaa Gịdiọn ikwusa ozi-ọma. Ihe dịka n'afọ 83 tutu amụọ Kraịst.*

1 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Alma kwuchaworo okwu ya
nye ndị nke nzukọ-nsọ ahụ,
nke e hiwere n'obodo-ukwu
nke Zarahemla, o [a]chiri ndị
nchụ-aja na [b]ndị okenye echichi,
site [c]n'ibikwasị aka ya abụọ
dịka usoro nke Chineke siri
dị, ịnọ n'isi na [d]ilekọta nzukọ-
nsọ ahụ.
2 Ma o wee ruo na ndị ọbụla
na-abụghị nke nzukọ-nsọ ahụ
ndị chegharịrị site na mmehie
ha nile e [a]mere ha baptism ruo
na nchegharị, ma a nabatara ha
n'ime nzukọ-nsọ ahụ.
3 Ma ọzọ o wee ruo kwa na
onye ọbụla bụ nke nzukọ-
nsọ ahụ nke [a]na-echegharịghị
site n'ajọọ-omume ha nile ma
nwee umeala n'onwe ha n'iru
Chineke—A na m ekwu maka
ndị ahụ bulitere onwe ha elu
n'ime [b]mpako nke obi ha nile—
ndị ahụ ka a jụrụ ajụ, ma
aha ha nile ka [c]ehichapụrụ, nke
mere na aha ha nile agụnyeghị
ha n'etiti ndị nke ezi-omume.
4 Ma otu a ha malitere idozi
usoro nke nzukọ-nsọ ahụ n'o-
bodo-ukwu nke Zarahemla.
5 Ugbua ọ dị m ka asị na unu
ga-aghọta na okwu nke Chineke
sara obi mbara nye mmadụ
nile, nke mere na ọdịghị onye
a napụrụ ohere nke ịkpọkọta
onwe ha ọnụ ịnụrụ okwu nke
Chineke.
6 Otu o sila dị ụmụ nke
Chineke ka e nyere iwu na ha
ga-akpọkọta onwe ha ọnụ ọtụ-
tụ mgbe, ma sonye [a]n'ibu ọnụ
na nnukwu ekpere n'aha nke
ọdịmma nke mkpụrụ-obi nile
nke ndị na-amaghị Chineke.
7 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Alma meworo nhazi ndị a nile ọ

61*a* Alma 5:44.
62*a* 1 Nif. 8:10; 11:21–23.
**6** 1*a* NGAN Chie Echichi, Echichi.
*b* NGAN Okenye.
*c* NGAN Ibikwasị Aka nile n'Elu.
*d* OznỌd. 52:39.
2*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
3*a* Mosa. 26:6.
*b* NGAN Mpako.
*c* Ọpụ. 32:33; Mosa. 26:36; Alma 1:24; 5:57–58. NGAN Chụpu n'Otu.
6*a* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.

pụrụ site n'ebe ha nọ, e, site
na nzukọ-nsọ nke dị n'obodo-
ukwu nke Zarahemla, ma gafee
n'elu ọwụwa-anyanwụ nke osi-
miri Saịdọn ahụ, n'ime [a]nda-
gwụrụgwụ nke Gịdiọn, ebe e
nweworo obodo-ukwu ewuru,
nke a na-akpọ obodo-ukwu nke
Gịdiọn, nke dị n'ime ndagwụ-
rụgwụ nke a na-akpọ Gịdiọn,
ebe a kpọrọ ya n'aha nwoke ahụ
nke e [b]gburu site n'aka nke Nihọ
jiri mma agha.
8 Ma Alma gara ma malite
ikwupụta okwu nke Chineke
nye nzukọ-nsọ ahụ nke e hiwere
na ndagwụrụgwụ nke Gịdiọn,
dịka mkpughe nke ezi-okwu
ahụ nke okwu ahụ nke nna ya
ha kwuworo, ma dịka mụọ nke
ịbu-amụma ahụ nke dị n'ime ya,
dịka [a]ịgba ama nke Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke, onye nke
ga-abịa ịgbapụta ndị ya site na
mmehie ha nile, na usoro ahụ
dị nsọ nke a na-akpọ ya aha ya.
Ma otu a ka e siri dee ya. Amen.

---

Okwu nile nke Alma nke o kwuru nye ndị nke nọ na Gịdiọn, dịka akụkọ-ndekọta nke onwe ya siri dị.

*Mejupụtara isi 7.*

## ISI 7

*Kraịst ka a ga-amụ site na Meri—Ọ ga-atọpụ agbụ nile nke ọnwụ ma buru mmehie nile nke ndị ya—Ndị nke chegharịrị, e mee ha baptism, ma debe iwu-nsọ nile ga-enwe ndụ ebighi-ebi—Iru inyi enweghị ike iketa ala-eze nke Chineke—Ịdị umeala, okwukwe, olile-anya, na afọ-ọma ka a chọrọ. Ihe dịka n'afọ 83 tutu amụọ Kraịst.*

LEE ụmụnne m nwoke m hụrụ
n'anya, ebe m hụrụ na enyewo
m ikike ịbịakwute unu, ya
mere a na m agbalị [a]ịgwa unu
okwu n'asụsụ m; e, site n'ọnụ
nke m, ebe m hụworo na ọ bụ
nke mbụ m gwaworo unu okwu
site n'okwu nile nke ọnụ m, mụ
ebe edebeworo m n'otu ebe
kpam kpam [b]n'oche-ikpe ahụ,
ebe m nweworọrị nnukwu ọrụ
nke mere na m enweghị ike
ịbịakwute unu.
2 Ma ọbụnadị na agaraghị m
enwe ike ịbịa ugbua n'oge a ma
ọbụghị na oche ikpe ahụ ka e
[a]nyeworo onye ọzọ, ịchị n'ọnọ-
dụ m; ma Onye-nwe na nnukwu
obi ebere ekwerewo na m ga-
abịakwute unu.
3 Ma lee, abịawo m ebe m nwe-
re nnukwu olile-anya nile na
nnukwu ọchịchọ na m ga-achọ-
pụta na unu emewo onwe unu
umeala n'ịrụ Chineke, ma na
unu agawo n'iru n'ikpe ekpere
maka amara ya, nke mere na m
ga-achọpụta na unu enweghị
ụta n'iru ya, nke mere na m ga-
achọpụta na unu anọghị n'ọnọ-
dụ amaghị nke a ga-ahọrọ dị
egwu nke ụmụnne anyị nwoke
nọrọ n'ime ya na Zarahemla.
4 Ma na ngọzi na-adịrị aha
nke Chineke, na o nyeworo m
ịmata, e, o nyewo m nnukwu
ọṅụ ahụ karịrị akarị nke ịmata

7*a* Alma 2:20.
*b* Alma 1:9.
8*a* Mkpu. 19:10.
**7** 1*a* Alma 4:19.
*b* Mosa. 29:42.
2*a* Alma 4:16–18.

na e hiwere ha ọzọ n’ụzọ nke
ezi-omume ya.
5 Ma a tụkwasịrị m obi, dịka
Mụọ nke Chineke nke dị n’ime
m, na m ga-enwe kwa ọñụ maka
unu; otu o sila dị achọghị m na
ọñụ m maka unu ga-abịa site na
nnukwu mkpagbu na mwute
nke m nwetaworo maka ụmụn-
ne nwoke ahụ ndị nke nọ na
Zarahemla, n’ihi na lee, ọñụ
m na-abịa maka ha mgbe ha
wagharịworo gafee nnukwu
mkpagbu na mwute.
6 Ma lee, a tụkwasịrị m obi na
unu anọghị n’ọnọdụ nke oke
nnukwu ekweghị-ekwe dịka
ụmụnne unu nwoke siri nọrọ;
atụkwasịrị m obi na unu ebuli-
ghị onwe unu elu na mpako nke
obi unu nile; e, atụkwasịrị m obi
na unu etinyebeghị obi unu nile
na akụ n’ụba nile na ihe efu nile
nke ụwa; e, atụkwasịrị m obi na
unu anaghị ekpere [a]arụsị, mana
unu na efe [b]Chineke ezi-okwu
ahụ dị ndụ, ma na unu na-ele
anya maka nsachapụ nke mme-
hie unu nile, jiri okwukwe mgbe
nile na-adigide, nke ga-abịa.
7 N’ihi na lee, asị m unu e nwe-
re ọtụtụ ihe ndị ga-abịa; ma lee,
o nwere otu ihe nke dị mkpa
karịa ha nile — n’ihi na lee, [a]oge
ahụ adịghị anya mgbe Onye-
mgbapụta ga-adị ndụ ma ga-
abịa n’etiti ndị ya.
8 Lee, asịghị m na ọ ga-abịa
n’etiti anyị n’oge nke ọ ga-ebi
n’ụlọ nsọ ya na-anwụ anwụ;
n’ihi na lee, Mụọ ahụ asịbeghị m
na otu a ka ọ ga-esi mee. Ugbua
maka ihe nke a amaghị m; mana
ole a ka m matara, na Onye-nwe
Chineke nwere ike ime ihe nile
nke bụ dịka okwu ya siri dị.
9 Mana lee, Mụọ ahụ agwawo
m nke ha otu a, na-asị: Tikuo ndị
a, na-asị — [a]chegharịa nụ, ma
dozie ụzọ nke Onye-nwe, ma
gaa ije n’ụzọ ya nile, nke guzoro
kwe m; n’ihi na lee, ala-eze nke
elu-igwe dị nso, ma Ọkpara
nke Chineke [b]na-abịa n’elu iru
nke ụwa.
10 Ma lee, [a]Meri [b]ga amụ ya, na
Jerusalem nke dị [c]n’ala nke ndị
nna-nna anyị ha, ebe ọ bụ [d]nwa
agbọghọ na-amaghị nwoke,
onye dị oke ọnụ-ahịa na abọ a
rọpụtaworo, onye a ga ekpu-
chido ma [e]tụọ ime site n’ike nke
Mụọ Nsọ, ma mụta nwa nwoke,
e, ọbụna Ọkpara nke Chineke.
11 Ma ọ ga-agaghari, na-ata
ahụhụ mgbu nile na [a]mkpagbu
nile na ọnwụnwa nile n’ụdị
ọbụla; ma nke a ka e wee mezuo
okwu ahụ nke sịrị na ọ ga ebu-
kwasị onwe ya ihe mgbu nile
na ọrịa nile nke ndị ya.
12 Ma ọ ga ebukwasị onwe
ya [a]ọnwụ, ka o wee tọpụ agbụ
nile nke ọnwụ nke kere ndị
ya; ma ọ ga ebukwasị onwe ya
adịghị ike ha nile, ka afọ ya

6*a* 2 Nif. 9:37; Hil. 6:31.
*b* Dan. 6:26.
7*a* Alma 9:26.
9*a* Mat. 3:2–4; Alma 9:25.
*b* Mosa. 3:5; 7:27; 15:1–2.
10*a* Mosa. 3:8. NGAN Meri, Nne nke Jisus.
*b* Aisa. 7:14; Luk 1:27.
*c* 1 Ihem. 9:3; 2 Ihem. 15:9; 1 Nif. 1:4; 3 Nif. 20:29.
*d* 1 Nif. 11:13–21.
*e* Mat. 1:20; Mosa. 15:3.
11*a* Aisa. 53:3–5; Mosa. 14:3–5.
12*a* 2 Nif. 2:8; Alma 12:24–25. NGAN Mkpọgide n’Obe.

nile wee jupụta n'ebere, dịka n'anụ arụ, ka o wee mata dịka n'anụ arụ otu ọ ga-esi [b]nyere ndị ya aka dịka adịghị ike ha nile siri dị.

13 Ugbua Mụọ ahụ [a]maara ihe nile; otu o sila dị Ọkpara Chineke na-ata ahụhụ dịka n'anụ arụ na ọ ga [b]ebukwasị onwe ya mmehie nile nke ndị ya, ka o wee hichapụ njehie ha nile dịka ike nke nnapụta ya siri dị; ma ugbua lee, nke a bụ ama ahụ nke dị n'ime m.

14 Ugbua asị m unu na unu ga-echegharịrị, ma a [a]mụọ unu ọzọ; n'ihi na Mụọ ahụ sịrị ọbụrụ na amụghị unu ọzọ unu enweghị ike iketa ala-eze nke elu-igwe; ya mere bịa ma ka emee unu baptism igosi nchegharị, ka e wee sachaa unu site na mmehie unu nile, ka unu wee nwe okwukwe na Nwa-atụrụ nke Chineke ahụ, onye na-ebupụ mmehie nile nke ụwa, onye bụ dike n'ịzọpụta na ịsacha site n'enweghị ezi-omume nile.

15 E, asị m unu bịa ma atụla ụjọ, ma wezuga n'akụkụ mmehie nile, nke [a]na-esogbu unu oge nile, nke na-ekeda unu ruo mbibi, e, bịa ma ga nụ n'iru, ma gosị Chineke unu na unu dị na njikere ichegharị site na mmehie unu nile ma baa n'ime ọgbụgba-ndụ unu na ya idebe iwu-nsọ ya nile, ma gbaara ya aka-ebe maka ya n'ụbọchị a site n'iga n'ime mmiri nile nke baptism.

16 Ma onye ọbụla nke na-eme nke a, ma na-edebe iwu-nsọ nile nke Chineke site mgbe ahụ gaa n'iru, otu onye ahụ ga-echeta na asị m ya, e, ọ ga-echeta na asịwo m ya, ọ ga-enwe ndụ-ebighi-ebi, dịka ịgba-ama nke Mụọ Nsọ, nke na-agba ama n'ime m siri dị.

17 Ma ugbua ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, unu kwere ihe ndị a nile? Lee, asị m unu, e, ama m na unu kwere ha; ma ụzọ ahụ nke m matara na unu kwere ha bụ na ngosipụta nke Mụọ ahụ nke dị n'ime m. Ma ugbua n'ihi na okwukwe unu siri ike gbasara ya, e, gbasara ihe ndị nke m kwuworo, nnukwu ka ọñụ m dị.

18 N'ihi na dịka m gwaworo unu site na mmalite, na m nwere nnukwu ọchịchọ na unu anọghị n'ọnọdụ amaghị nke a ga-ahọrọ dịka ụmụnne unu nwoke, ọbụna otu a achọpụtara m na ọchịchọ m emezuworịị.

19 N'ihi na ahụrụ m na unu nọ n'ụzọ nile nke ezi-omume; ahụrụ m na unu nọ n'ụzọ nke na-eduga n'ala-eze nke Chineke; e, ahụrụ m na unu na-eme [a]ụzọ ya nile ka ha guzokwem.

20 Ahụrụ m na emewo ka unu mata ya, site n'ịgba-ama nke okwu ya, na o nweghị ike [a]ịga ije n'ụzọ gbagọrọ agbagọ; ọbụghị ma ọ na-agbanwe site

12*b* Ndị-Hib 2:18; 4:15; OznỌd. 62:1.
13*a* ngan Chineke, Chi-ukwu.
*b* Mosa. 15:12. ngan Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
14*a* ngan Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
15*a* 2 Nif. 4:18.
19*a* Mat. 3:3.
20*a* 1 Nif. 10:19; Alma 37:12; OznỌd. 3:2.

n'ihe ahụ nke o kwuworo; ọbụghị ma o nwere onyinyo nke ịtụgharị site n'aka nri ga n'aka ekpe, ma-ọbụ site n'ihe ahụ nke zịrị ezi ga n'ihe ahụ nke na-ezighị ezi; ya mere, ụzọ ya bụ otu gburu-gburu ebighi-ebi.
21 Ma ọ naghị ebi na [a]temple nile na-adịghị nsọ; ọbụghị ma inyi ma-ọbụ ihe ọbụla nke na-adịghị ọcha a ga-anabata ya n'ime ala-eze nke Chineke; ya mere asị m unu oge ahụ ga-abịa, e, ma ọ ga-abụ n'ụbọchị ikpe-azụ, na onye ọbụla nke [b]ruru inyi ga-anọgide n'iru inyi ya.
22 Ma ugbua ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, a gwawo m unu ihe ndị a nile ka m wee kpọte unu ruo n'inwe mmetụta nke ọrụ unu n'ebe Chineke nọ, ka unu wee gaa ije n'enweghị ụta n'iru ya, ka unu wee gaa ije dịka usoro nsọ nke Chineke siri dị; nke esịworo n'ụdị ya nabata unu.
23 Ma ugbua ọ dị m ka asị na unu ga-adị [a]umeala, ma nwee nrube-isi ma dị nwayọ; esighị ike mmeta; jupụta na ndidi na ogologo-ntachi-obi; na-eme ihe nile n'oke; na-agbalịsị ike n'idebe iwu-nsọ nile nke Chineke oge nile; na-arịọ ụdị ịhe ọbụla na-akpa unu, ma na nke mụọ na nke arụ; oge nile na-enyeghachị Chineke ekele maka ụdị ihe ọbụla unu natara.
24 Ma hụ na unu nwere [a]okwukwe, olile-anya, na afọ-ọma, ma mgbe ahụ unu ga-anọgide n'ezigbo ọrụ oge nile.
25 Ma ka Onye-nwe gọzie unu, ma debe uwe unu nile n'enweghị ntụpọ, ka e nwe ike n'ikpeazụ ịkpọta unu ịnọdụ ala unu na Abraham, Aịsak, na Jekọb, na ndị-amụma nile dị nsọ ndị nke biworo site na mgbe ụwa malitere, na-edebe uwe unu nile n'enweghị ntụpọ ọbụna dịka uwe ha nile na [a]enweghị ntụpọ, n'ala-eze nke elu-igwe ghara ipụ kwa ọzọ.
26 Ma ugbua ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, a gwawo m unu okwu nile ndị a dịka Mụọ ahụ nke na-agba ama n'ime m siri dị; ma mkpụrụ-obi m na-añụrị ọñụ karịa, n'ihi mgbalị karịrị akarị na nleba anya nke unu nyeworo okwu m.
27 Ma ugbua, ka [a]udo nke Chineke dakwasị unu, na dakwasị ụlọ unu nile na ala unu nile, ma dakwasị igwe anụ unu na igwe anụmanụ unu, na ihe nile nke unu nwere, ndịnyom unu na ụmụ unu, dịka okwukwe unu na ọrụ ọma nile unu siri dị, site ugbua gaa n'iru na ruo mgbe nile. Ma otu a ka m kwuworo. Amen.

## ISI 8

*Alma wee kwusaa ozi-ọma ma mee baptism na Melek — A jụrụ ya ajụ na Amọnaịha ma ọ hapụrụ — Otu*

21*a* 1 Ndị-Kọ 3:16–17; 6:19; Mosa. 2:37; Alma 34:36.
*b* 1 Nif. 15:33–35; 2 Nif. 9:16; Mọm 9:14; OznỌd. 88:35.
23*a* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
24*a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13; Ita 12:30–35; Moro. 7:33–48.
25*a* 2 Pita 3:14.
27*a* NGAN Udo.

*mụọ-ozi nyere ya iwu ka ọ lagha-chị ma tie nchegharị nye ndị ya — Amiulek nabatara ya, ma ha abụọ wee kwusaa ozi-ọma na Amọnaịha. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na
Alma laghachịrị site [a]n'ala nke
Gịdiọn, mgbe ọ kụzichaworo
ndị nke Gịdiọn ọtụtụ ihe nke a
na-enweghị ike idepụta, ebe a
haziworo usoro nke nzukọ-nsọ
ahụ, dịka otu o meworo na mbụ
n'ala nke Zarahemla, e, ọ la-
ghachịrị n'ụlọ nke onwe ya na
Zarahemla izuru onwe ya ike
site n'ọrụ nile nke ọ rụworo.
2 Ma otu a ka afọ nke iteghete
nke ọchịchị nke ndị-ikpe siri bịa
na ngwụcha nye ndị nke Nifaị.
3 Ma o wee ruo na mmalite
nke afọ nke iri nke ọchịchị nke
ndị-ikpe nye ndị nke Nifaị, na
Alma siri n'ebe ahụ pụọ ma we-
re njem ya n'ofe n'ime ala nke
Melek, n'ọdịda anyanwụ nke
[a]osimiri Saịdọn, n'ọdịda anya-
nwụ n'oke-ala nile nke ọzara
ahụ.
4 Ma ọ malitere ịkụziri ndị nọ
n'ala nke Melek dịka [a]usoro
nsọ nke Chineke siri dị, site na
nke akpọworo ya; ma ọ malite-
re ịkụziri ndị ahụ n'akụkụ ala
nile nke Melek ahụ.
5 Ma o wee ruo na ndị ahụ bịa-
kwutere ya site n'akụkụ nile nke
oke-ala ahụ nke dị n'akụkụ ọza-
ra ahụ. Ma e mere ha baptism
gazuo ala ahụ nile;
6 Nke mere na mgbe ọ rụsịworo
ọrụ ya na Melek o siri n'ebe ahụ
pụọ, ma gaa njem mkpụrụ
ụbọchị atọ n'elu-elu nke ala
Melek ahụ; ma ọ bịara n'obodo-
ukwu nke a na-kpọ Amọnaịha.
7 Ugbua ọbụ omenala nke ndị
nke Nifaị ịkpọ ala ha nile, obo-
do-ukwu ha nile, na ọnụmara
ha nile, e, ọbụna ọnụmara nta ha
nile, n'aha onye nke buru ụzọ
nwere ha; ma otu a ka ọ dị n'ala
nke Amọnaịha.
8 Ma o wee ruo na mgbe
Alma bịaworo n'obodo-ukwu
nke Amọnaịha ọ malitere ikwu-
sa okwu nke Chineke nye ha.
9 Ugbua Setan [a]ejidewọrị
obi nile nke ndị obodo-ukwu
Amọnaịha ahụ; ya mere ha
enweghị ike ịña ntị n'okwu nile
nke Alma.
10 Otu o sila dị Alma [a]rụrụ
nnukwu ọrụ n'ime mụọ, [b]na-
agba mgba ya na Chineke [c]n'i-
kpesi ekpere ike, na ọ ga-awụ-
pụta Mụọ ya n'arụ ndị ahụ nọ
n'obodo-ukwu ahụ; na ọ ga kwa
e kwere ka o mee ha baptism
baa na nchegharị.
11 Otu o sila dị, ha mesịrị obi
ha nile ike, na-asị ya: Lee, anyị
matara na i bụ Alma; ma anyị
matara na ị bụ onye-isi nchụ-aja
nye nzukọ-nsọ ahụ nke i hiwe-
woro n'ọtụtụ akụkụ nile nke ala
ahụ, dịka omenala gị siri dị; ma
anyị abụghị ndị nke nzukọ-nsọ
gị, ma anyị ekweghị n'ụdị ome-
nala nzuzu nile a.
12 Ma ugbua anyị matara na
n'ihi na anyị abụghị ndị nke

**8** 1*a* Alma 2:20; 6:7.
3*a* Alma 16:6–7.
4*a* OznỌd. 107:2–4.
NGAN Ọkwa Nchụ-aja nke Melkizedek.
9*a* 2 Nif. 28:19–22; OznỌd. 10:20.
10*a* Alma 17:5.
*b* Inọs 1:1–12.
*c* 3 Nif. 27:1.
NGAN Ekpere.

nzukọ-nsọ gị anyị matara na i
nweghị ike n'ebe anyị nọ; ma i
nyepụwo oche-ikpe ahụ nye
[a]Nifaịha; ya mere ị bụghị onye-
isi-ikpe nye anyị.
13 Ugbua mgbe ndị ahụ kwu-
woro nke a, ma guzogide okwu
ya nile, ma kwaa ya emu, ma
bụkwasị ya asụ, ma mee ka a
chụpụ ya site n'obodo-ukwu ha,
o sitere n'ebe ahụ pụọ ma were
njem ya chee iru n'obodo-ukwu
ahụ nke a kpọrọ Erọn.
14 Ma o wee ruo na mgbe ọ
na-aga njem n'ebe ahụ, ebe e
jiworo mwute nyịda ya, na-awa-
gharị na-agafee nnukwu [a]mkpa-
gbu na ihe mgbu nke mkpụrụ-
obi, n'ihi ajọọ-omume nke ndị
ahụ ndị nọ n'obodo-ukwu nke
Amọnaịha, o wee ruo mgbe e jiri
otu a nyịda Alma na mwute, lee
otu [b]mụọ-ozi nke Onye-nwe pụ-
takwutere ya, na-asị:
15 Ngọzi na-adịrị gị, Alma; ya
mere, welite isi gị elu ma ñụrịa
ọñụ, n'ihi na inwere nnukwu
ihe ga-eme ka ị ñụrịa ọñụ; n'ihi
na i nwewo okwukwe n'idebe
iwu-nsọ nile nke Chineke site
n'oge nke ị natara ozi mbụ gị
site n'aka ya. Lee, a bụ m ya
onye [a]nyere gị ya.
16 Ma lee, e zitara m inye
gị iwu na ị ga-alaghachị n'obo-
do-ukwu nke Amọnaịha, ma
kwusaa ozi-ọma ọzọ nye ndị
obodo-ukwu ahụ; e, kwusaara
ha. E, gwa ha, ma ọbụghị na ha
chegharịrị Onye-nwe Chineke
[a]ga-ebibi ha.
17 N'ihi na lee, ha na-amụ ihe
n'oge ugbua ka ha wee bibie
ntọhapụ nke ndị gị, (n'ihi na
otu a ka Onye-nwe kwuru) nke
dị iche n'usoro-iwu nile, na
ikpe nile, na iwu-nsọ nile nke o
nyeworo ndị ya.
18 Ugbua o wee ruo na mgbe
Alma nataworo ozi ya site
n'aka mụọ-ozi nke Onye-nwe
ahụ ọ laghachịrị ọsọ-ọsọ n'ala
nke Amọnaịha. Ma ọ banyere
obodo-ukwu ahụ site n'ụzọ ọzọ,
e, site n'ụzọ nke dị na ndịda
ndịda nke obodo-ukwu nke
Amọnaịha.
19 Ma dịka ọ na-abanye obodo-
ukwu ahụ agụụ gụrụ ya, ma ọ
wee sị otu nwoke: Ị ga-enye
nwa-oru Chineke dị umeala ihe
ka o rie?
20 Ma nwoke ahụ sịrị ya: Abụ
m onye Nifaị, ma a matara m na
ị bụ onye-amụma Chineke dị
nsọ, n'ihi na ị bụ nwoke ahụ
nke [a]mụọ-ozi sịrị n'ime ọ́hụ̀: Ị
ga-anabata. Ya mere, soro m
gaa n'ụlọ m ma a ga m enyetụ
gị site na nri m; ma a matara m
na Ị ga-abụ ngọzi nye mụ na ezi
na ụlọ m.
21 Ma o wee ruo na nwoke
ahụ nabatara ya n'ime ụlọ ya;
ma nwoke ahụ ka a na-akpọ
[a]Amiulek; ma o wepụtara achị-
cha na anụ ma dozie ha n'iru
Alma.
22 Ma o wee ruo na Alma riri
achịcha ma afọ juru ya; ma ọ
[a]gọziri Amiulek na ezi na ụlọ
ya, ma ọ nyere Chineke ekele.
23 Ma mgbe o riworo ihe ma
rijuo afọ ya ọ sịrị Amiulek: Abụ

12*a* Alma 4:20.
14*a* NGAN Ihe Isi-ike.
*b* Alma 10:7–10, 20.
NGAN Mụọ-ozi nile.
15*a* Mosa. 27:11–16.
16*a* Alma 9:12, 18, 24.
20*a* Alma 10:7–9.
21*a* NGAN Amiulek.
22*a* Alma 10:11.

m Alma, ma abụ m [a]onye isi
nchụ-aja nye nzukọ-nsọ nke
Chineke ahụ gazuo ala ahụ nile.
24 Ma lee, akpọwo m ka m
kwusaa okwu nke Chineke n'e-
titi ndị a nile, dịka mụọ nke
mkpughe na ibu amụma siri dị;
ma a nọ m n'ala a ma ha enwe-
ghị ike ịnabata m, mana ha [a]chụ-
pụrụ m ma ọfọdụrụ ntakịrị ka m
tụgharịa azụ m nye ala nke a ruo
mgbe nile.
25 Mana lee, e nyewo m iwu-
nsọ na m ga-atụgharị ọzọ ma
buo amụma nye ndị a, e, na ịgba
ama megide ha gbasara ajọọ-
omume ha nile.
26 Ma ugbua, Amiulek, n'ihi
na inyejuwo m afọ ma kpọbata
m, i na-adị ngọzi; n'ihi na agụụ
gụrụ m, n'ihi na ebuwo m ọnụ
ọtụtụ ụbọchị.
27 Ma Alma nọdụrụ ọtụtụ ụbọ-
chị ya na Amiulek tutu ọ malite
ikwusara ndị ahụ ozi-ọma.
28 Ma o wee ruo na ndị ahụ
bawanyere karịa n'imebiga ajọọ-
omume nile oke.
29 Ma okwu ahụ bịakwutere
Alma, na-asị: Gaa; ma kwa gwa
nwa-oru m Amiulek, gaa n'iru
ma buo-amụma nye ndị a, na-
asị—Chegharịa nụ, n'ihi na otu
a ka Onye-nwe kwuru, ma ọbụ-
ghị na unu [a]chegharịrị aga m
eleta ndị a n'iwe m; e, ma aga-
ghị m ewepụ iwe m dị egwu.
30 Ma Alma gara n'iru, na kwa
Amiulek, n'etiti ndị ahụ, ikwu-
pụta okwu nile nke Chineke nye
ha; ma ha jupụtara na Mụọ Nsọ.
31 Ma ha nwere [a]ike enyere ha,
nke mere na enweghị ike itiba
ha n'ụlọ ọchịchịrị ndị mkpọrọ
nile; ọbụghị ma o kwere omume
na onye ọbụla ga-enwe ike igbu
ha; otu o sila dị ha egosịghị [b]ike
ha wee ruo mgbe ekere ha agbụ
ma tụnye ha n'ime ụlọ mkpọrọ.
Ugbua, nke a ka e mere ka
Onye-nwe wee gosipụta ike ya
n'ime ha.
32 Ma o wee ruo na ha gawara
ma malite ikwusa ozi-ọma na
ibu amụma nye ndị ahụ, dịka
mụọ ahụ na ike nke Onye-nwe
nyeworo ha siri dị.

---

Okwu nile nke Alma, na kwa okwu nile nke Amiulek, ndị e kwupụtara nye ndị nke nọ n'ala nke Amọnaịha. Na kwa a tụbara ha n'ime ụlọ-mkpọrọ, ma a napụtara ha site n'ike ọrụ ebube nke Chineke nke dị n'ime ha, dịka akụkọ-ndekọta nke Alma siri dị.

*Mejupụtara isi 9 ruo isi 14 e tinyekọtara.*

## ISI 9

*Alma wee nye ndị Amọnaịha iwu ka ha chegharịa—Onye-nwe ga-emere ndị Leman ebere n'ụbọchị ikpe-azụ nile—Ọbụrụ na ndị Nifaị jụ ìhè ahụ, a ga-ebibi ha site na ndị Leman—Ọkpara nke Chineke ga-abia ọsọ-ọsọ—Ọ ga-agbapụta ndị chegharịrị, e mere baptism ma nwe okwukwe n'aha Ya. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

23*a* Alma 5:3, 44, 49; 13:1–20.
24*a* Alma 8:13.
29*a* Alma 9:12, 18. NGAN Chegharia, Nchegharị.
31*a* 1 Nif. 1:20.
*b* Alma 14:17–29.

Ma ọzọ, mụ, Alma, ebe enye-
woro m iwu site na Chineke na
m ga-akpọrọ Amiulek ma ga-
ghariạ ma kwusaa ozi-ọma ọzọ
nye ndị a, ma-ọbụ ndị ahụ
nọ n'obodo-ukwu nke Amọnaị-
ha, o wee ruo ka m malitere
ikwusa ozi-ọma nye ha, ha
malitere ịdọso m ndọrọ ndọrọ,
na-asị:
2 Onye ka Ị bụ? I chere na
anyị ga-ekwere ịgba-ama nke
[a]otu nwoke, ọbụnadị na ọ ga-
ekwusara anyị ozi-ọma na ụwa
ga-agabiga?
3 Ugbua ha aghọtaghị okwu
nile ha na-ekwu; n'ihi na ha
amataghị na ụwa ga-agabiga.
4 Ma ha sịkwara: Anyị agaghị
e kwere okwu gị nile ma ọbụrụ
na Ị ga-ebu amụma na nnukwu
obodo-ukwu a ka a ga-ebibi
[a]n'otu ụbọchị.
5 Ugbua ha amataghị na
Chineke nwere ike ịrụ ụdị ọrụ
ịtụ-n'anya ndị a, n'ihi na ha
bụ ndị-obi-ike na ndị na-akpọ-
ekwe-nkụ.
6 Ma ha sịrị: [a]Onye bụ
Chineke, nke na-adịghị ezite
[b]ikike ọzọ ewezuga otu onye
n'etiti ndị a, n'ikwupụtara ha
ezi-okwu nke ụdị nnukwu na
ihe ịtụ n'anya ndị a?
7 Ma ha guzokọtara ịtụkwasị
aka ha n'arụ m; mana lee, ha
emeghị ya. Ma eguzoro m n'a-
tụghị egwu ikwupụtara ha, e,
agbara m ama nye ha n'atụghị
egwu, na-asị:
8 Lee, O unu ndị ajọọ-mmadụ
na [a]ọgbọ njehie, olee otu unu
siri chefuo omenala nke ndị
nna unu; e, lee otu ọsọ-ọsọ unu
siri chefuo iwu-nsọ nile nke
Chineke.
9 Unu anaghị echeta na nna
anyị, Lihaị, ka akpọpụtara site
na Jerusalem site [a]n'aka nke
Chineke? Unu echetaghị na ha
nile ka o duuru gafee ọzara ahụ?
10 Ma unu echefuwo oke ọsọ-
ọsọ ugboro ole ọ napụtara ndị
nna anyị ha site n'aka nile nke
ndị iro anyị nile, ma chekwaa
ha site n'ịbụ ndị e bibiri ebibi,
ọbụna site n'aka nile nke ụmụn-
ne ha nwoke?
11 E, ma ọbụrụ na ọbụghị
maka ike ya na-enweghị atụ, na
ebere ya, na ogologo-ntachị obi
n'ebe anyị nọ, anyị gaara na-
enweghị mgbochi abuwọrịị ndị
ebepụrụ site n'iru nke ụwa
ogologo oge tutu o ruo oge dị
ugbua, ma n'eleghị anya eti-
nyewọrịị anyị n'ọnọdụ nke
[a]nhụjụ-anya agwụgh-agwụ na
ahụhụ.
12 Lee, ugbua asị m unu na
ọ na-enye unu iwu ka unu che-
ghariạ; ma ma ọbụghị na unu
chegharịrị, enweghị ụzọ unu
ga-esi keta ala-eze Chineke.
Mana lee, nke a abụghị ihe
nile — ọ nyewo unu iwu ka unu
chegharịa, ma-ọbụ ọ ga [a]ebibi
unu kpam kpam site n'iru nke
ụwa; e, ọ ga-eleta unu n'iwe
ọkụ ya, ma [b]n'iwe ya dị egwu ọ
gaghị elefu anya.
13 Lee, unu echetaghị okwu

**9** 2*a* Deut. 17:6.
4*a* Alma 16:9–10.
6*a* Ọpụ. 5:2;
Mosa. 11:27;
Moses 5:16.
*b* Alma 10:12.
8*a* Alma 10:17–25.
9*a* 1 Nif. 2:1–7.
11*a* Mosa. 16:11.
12*a* Alma 8:16; 10:19,
23, 27.
*b* Alma 8:29.

nile nke ọ gwara Lihaị, na-asị
na: [a]Ọbụrụraa na unu ga- edebe
iwu-nsọ m nile, unu ga-eme nke
ọma n'ala ahụ? Ma ọzọ e kwuru
na: Ọbụrụraa na unu agaghị
edebe iwu-nsọ m nile a ga-ebe-
pụ unu site n'ebe Onye-nwe nọ.
14 Ugbua ọ dị m ka asị na unu
ga-echeta, na ọbụrụraa na ndị
Leman edebebeghị iwu-nsọ nile
nke Chineke, [a]ebepụwo ha site
n'ebe Onye-nwe nọ. Ugbua anyị
na-ahụ na okwu nke Chineke
achọpụtawo ya n'ihe nke a, ma
ebepụwo ndị Leman site n'iru
ya, site na mmalite nke njehie
ha nile n'ala ahụ.
15 Otu o sila dị asị m unu, na ọ
ga-aka ikwe ha [a]nnagide n'ụbọ-
chị ikpe ahụ karịa ikwe unu, ma
ọbụrụ na unu nọgide n'ime
mmehie nile unu, e, ma ọbụna
ikwe ha nnagide n'ụwa nke a
karịa ikwe unu, ma ọbụghị na
unu chegharịrị.
16 N'ihi na e nwere ọtụtụ nkwa
ndị e mere ka o [a]ruo ndị Leman;
n'ihi na ọbụ n'ihi [b]omenala nile
nke ndị nna ha bụ ihe mere ha
ịnọgide n'ọnọdụ [c]amaghị ihe ha;
ya mere Onye-nwe ga-emere ha
ebere ma [d]dọtịa obibi ha n'ala
ahụ ogologo.
17 Ma mgbe oge ga-eru a [a]ga-
eweta ha n'ikwere n'okwu ya,
na ịmata maka emezighi emezi
nke omenala nile nke ndị nna
ha; ma ọtụtụ ha ka a ga-azọpụta,
n'ihi na Onye-nwe ga-enwe obi
ebere nye ndị nile [b]na-akpọkụ
aha ya.
18 Mana lee, asị m unu na ọbụ-
rụ na unu nọgide n'ajọọ-omume
unu n'ụbọchị unu nile agaghị
adọtị ha ogologo n'ala ahụ, n'ihi
na [a]ndị Leman ka a ga-ezitekwa-
sị unu; ma ọbụrụ na unu eche-
gharịghị ha ga-abịa n'oge unu
na-amataghị, ma a ga-eleta unu
site na [b]mbibi kpam kpam; ma
ọ ga-abụ dịka [c]iwe dị egwu nke
Onye-nwe siri dị.
19 N'ihi na ọ gaghị ekwe na
unu ga-ebi n'ime ajọọ-omume
nile unu, ibibi ndị ya. Asị m
unu, E-e; ọ ga-akara ya mma na
ndị Leman [a]ga-ebibi ndị ya nile
a na-akpọ ndị nke Nifaị, ọbụrụ
na ọ ga-ekwe mee na ha [b]ga-
adaba n'ime mmehie nile na
njehie nile, mgbe ha nwetasị-
woro nnukwu ìhè ha otu a na
mmụta ha otu a e nyere ha site
n'Onye-nwe Chineke ha;
20 E, mgbe ha bụworo ndị ego-
sịworo iru ọma dị elu otu a site
n'Onye-nwe; e, mgbe egosịwo-
ro unu iru ọma karịa ndị mba
ọzọ nile, ebo, asụsụ, ma-ọbụ
mmadụ; mgbe ha nwetasịworo
ihe nile e [a]mere ka ha mata, dịka
ọchịchọ ha nile siri dị, na okwu-
kwe ha, na ekpere ha nile, site
na nke dịworo, na nke dị, na nke
ga-abịa abịa;
21 Ebe eletaworo ha site na

13*a* 2 Nif. 1:20;
Mosa. 1:7;
Alma 37:13.
14*a* 2 Nif. 5:20–24;
Alma 38:1.
15*a* Mat. 11:22, 24.
16*a* Alma 17:15.
*b* Mosa. 18:11–17.
*c* Mosa. 3:11.
*d* Hil. 15:10–12.
17*a* Inọs 1:13.
*b* Alma 38:5;
OznỌd. 3:8.
18*a* Alma 16:2–3.
*b* Alma 16:9.
*c* Alma 8:29.
19*a* 1 Nif. 12:15, 19–20;
Alma 45:10–14.
*b* Alma 24:30.
20*a* NGAN Mkpughe.

Mụọ nke Chineke; ebe ha kparitaworo ụka ha na ndị mụọ-ozi, na ebe agwaworo ha okwu site n'olu nke Onye-nwe; ma ebe ha nwere mụọ nke ibu amụma, na mụọ nke mkpughe, na kwa ọtụtụ onyinye nile, onyinye nke ikwu okwu n'asụsụ dị iche iche, na onyinye nke ikwusa ozi-ọma, na onyinye nke Mụọ Nsọ, na onyinye nke [a]ịtụgharị okwu;

22 E, na mgbe Chineke [a]napụtaworo ha site n'ala nke Jerusalem, site n'aka nke Onye-nwe; ebe a zọpụtaworo ha site n'ụnwụ, na site n'ọrịa, na n'ụdị nrịa-nrịa nile dị iche iche n'ụdị ọbụla; ma ha ebe ha gbasịworo ike n'agha, ka a ghara ibibi ha; ebe a kpọpụtaworo ha site [b]n'ịbụ-oru ugboro ugboro, na ebe e edebeworo ha ma chekwaa ha ruo ugbua; ma ebe e meworo ka ha mee nke ọma ruo mgbe ha bara ụba n'ụdị ihe nile dị iche iche—

23 Ma ugbua lee asị m unu, na ọbụrụ na ndị a, nataworo ọtụtụ ngọzi nile site n'aka nke Onye-nwe, ga-ejehie megide ihe ahụ na ọmụma nke ha nwere, asị m unu na ọbụrụ nke a bụrụ otu ọ dị, na o bụrụ na ha ga-adaba n'ime njehie, ọ ga-aka [a]ikwe nnagide nye ndị Leman karịa ha.

24 N'ihi na lee, [a]nkwa nile nke Onye-nwe ka a dọtịrị nye ndị Leman, mana ha abụghị nye unu ma ọbụrụ na unu jehie; n'ihi na Onye-nwe o kwebeghị udị nkwa a ọsọ-ọsọ ma nye iwu siri ike, na ọbụrụ na unu ga-enupu isi megide ya na unu ga-abụ ndị ebibiri kpam kpam site n'iru nke ụwa?

25 Ma ugbua n'ihi nke a, ka a ghara ibibi unu, Onye-nwe ezigawo mụọ-ozi ya ileta ọtụtụ ndị ya, na-ekwupụta nye ha na ha ga-agarịrị n'iru ma tisie mkpu ike nye ndị a, na-asị: [a]Chegharịa nụ, n'ihi na ala-eze nke elu-igwe adịwo nso;

26 Ma ọ [a]gaghị adị ọtụtụ ụbọchị site ugbua Ọkpara nke Chineke ga-abịa n'otuto ya; ma ebube ya ga-abụ otuto nke [b]Onye Nna Mụrụ Nanị Ya, jupụtara [c]n'amara, ahata-aha, na ezi-okwu, jupụta na ndidi, [d]ebere, na ogologo-ntachi-obi, [e]ịnụ akwa ndị nke ya ọsọ-ọsọ na ịza ekpere ha nile.

27 Ma lee, ọ na-abịa [a]ịgbapụta ndị a [b]ga-eme baptism baa na nchegharị, site n'okwukwe n'aha ya.

28 Ya mere, dozie nu ụzọ nke Onye-nwe, n'ihi na oge ahụ adịwo nso mgbe mmadụ nile ga-anata ọkwụkwụ-ụgwọ nke [a]ọrụ ha nile, dịka otu ahụ ha dịworo—ọbụrụ na ha bụ ndị ezi-omume ha [b]ga-aghọta mkpụrụ nzọpụta nke mkpụrụ-obi

21*a* Omnai 1:20; Mosa. 8:13–19; 28:11–17.
22*a* 2 Nif. 1:4.
*b* Mosa. 27:16.
23*a* Mat. 11:22–24.
24*a* 2 Nif. 30:4–6; OznỌd. 3:20.
25*a* Alma 7:9; Hil. 5:32.
26*a* Alma 7:7.
*b* NGAN A Mụrụ Nanị Ya.
*c* NGAN Amara.
*d* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*e* Deut. 26:7.
27*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*b* NGAN Baptism, Mee Baptism.
28*a* OznỌd. 1:10; 6:33.
*b* Abụọma 7:16.

ha nile, dịka ike ahụ na nnapụta nke Jisus Kraịst siri dị; ma ọbụrụ na ha bụ ndị ọjọọ ha ga-anata [c]ọmụma-ikpe nke mkpụrụ-obi ha nile, dịka ike na ịba n'oru nke ekwensu.
29 Ugbua lee, nke a bụ olu nke mụọ-ozi ahụ, na-etiku ndị ahụ.
30 Ma ugbua, [a]ụmụnne m nwoke ndị m hụrụ n'anya, n'ihi na unu bụ ụmụnne m nwoke, ma unu kwesịrị ịbụ ndị a hụrụ n'anya, ma unu kwesịrị iwepụta ọrụ nile ndị dị mma igosị ncheghari, ebe m hụrụ na obi unu nile ka emesịworo oke ike megide okwu nke Chineke, ma ebe m hụrụ na unu bụ ndị [b]furu-efu na ndị dara ada.
31 Ugbua o wee ruo na mgbe mu, Alma, kwuworo okwu ndị a nile, lee, ndị ahụ wesoro m iwe n'ihi na asịrị m ha na ha bụ ndị obi ike na ndị [a]na-akpọ-ekwenkụ.
32 Na kwa n'ihi na asịrị m ha na ha bụ ndị furu-efu na ndị dara ada ha wesoro m iwe, ma chọọ ijide m, ka ha wee tụba m n'ime ụlọ mkpọrọ.
33 Mana o wee ruo na Onyenwe ekweghị ha na ha ga-akpọrọ m n'oge ahụ ma tụba m n'ime ụlọ mkpọrọ.
34 Ma o wee ruo na Amiulek gara ma guzoro, ma malite ikwusa ozi-ọma nye kwa ha. Ma ugbua [a]okwu nile nke Amiulek edeghị ha nile, otu o sila dị ụfọdụ okwu ya nile ka e dere n'ime akwụkwọ a.

## ISI 10

*Lihaị sitere n'agbụrụ Manase—Amiulek wee kọgharịa iwu mụọ-ozi nyere na ọ ga-elekọta Alma—Ekpere nile nke ndị ezi-omume mere ka e debe ndị ahụ—Ndị ọka-iwu n'ezighị-ezi na ndị-ikpe nile tọrọ ntọ-ala nke mbibi nke ndị ahụ. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA ndị a bụ [a]okwu nile ndị [b]Amiulek kwusara nye ndị nọ n'ala nke Amọnaịha, na-asị:
2 Abụ m Amiulek; Abụ m nwa nwoke nke Gịdona, onye bụ nwa nwoke nke Ịshmel, onye sitere n'agbụrụ nke Aminadaị; ma-ọbụ otu Aminadaị ahụ nke sụgharịrị ihe e dere n'elu aja nke temple, nke e dere site na mkpịsị-aka nke Chineke.
3 Ma Aminadaị sitere n'agbụrụ nke Nifaị, onye bụ nwa nke Lihaị, onye pụtara site n'ala nke Jerusalem, onye sitere n'agbụrụ [a]Manase, onye bụ nwa nwoke nke [b]Josef onye e [c]rebara n'Ijipt site n'aka nile nke ụmụnne ya nwoke.
4 Ma lee, abụkwa m nwoke nwere aha-ọma na-adịghị ntakịrị n'etiti ndị nile matara m; e, ma lee, enwere m ọtụtụ ebo na [a]ndị enyi, ma enwetawo kwa m nnukwu akụ na ụba site n'aka nke ịgba mbọ m.

28*c* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
30*a* 1 Jọn 4:11.
*b* Alma 12:22.
31*a* 2 Nif. 25:28; Mosa. 3:14.
34*a* Alma 10.
**10** 1*a* Alma 9:34.
*b* Alma 8:21–29.
3*a* Jen. 41:51; 1 Ihem. 9:3.
*b* NGAN Josef, Nwanwoke nke Jekọb.
*c* Jen. 37:29–36.
4*a* Alma 15:16.

5 Otu o sila dị, n'eleghị ihe ndị
a nile, ọdịghị mgbe m matawo-
ro nnukwu ihe maka ụzọ nile
nke Onye-nwe, na [a]ihe ọmimi
ya nile na oke ike ịtụ-n'anya ya.
Asịrị m ọdịghị mgbe m mata-
woro nnukwu ihe maka ihe ndị
a nile; mana lee, aghọtahịere m,
n'ihi na ahụwo m ọtụtụ ihe
omimi ya na ike ịtụ-n'anya ya;
e, ọbụna na nchekwa nke ndụ
nile nke ndị ya.
6 Otu o sila dị, emesịrị m
obi m ike, n'ihi na a [a]kpọrọ m
ọtụtụ oge ma achọghị m [b]ịnụ;
ya mere a matara m gbasara ihe
ndị a nile, ma na-achọghị m
ịmata; ya mere agara m n'iru
n'enupu-isi megide Chineke,
n'ime ajọọ-omume nke obi m,
ọbụna wee ruo n'ụbọchị nke
anọ nke ọnwa nke asaa nke a,
nke bụ afọ nke iri nke ọchịchị
nke ndị-ikpe.
7 Dịka m na-aga njem ịhụ ebo
dị ezigbo nso. lee [a]onye mụọ-ozi
nke Onye-nwe pụtara ìhè nye m
ma sị: Amiulek, laghachị n'ụlọ
nke aka gị, n'ihi na Ị ga-enyeju
onye-amụma nke Onye-nwe
afọ; e, nwoke dị nsọ, onye bụ
nwoke Chineke họpụtara; n'ihi
na o [b]buwo ọnụ ọtụtụ ụbọchị
n'ihi mmehie nile nke ndị a, ma
agụụ na-agụ ya, ma Ị [c]ga-ana-
bata ya n'ime ụlọ gị ma nyejuo
ya afọ, ma ọ ga-agọzi gị na ụlọ
gị; ma ngọzi nke Onye-nwe
ga-adakwasị gị na ụlọ gị.
8 Ma o wee ruo na erubere m
isi n'olu nke onye mụọ-ozi ahụ,
ma laghachị chee iru n'ụlọ m.
Ma dịka m na-aga n'ebe ahụ
achọtara m [a]nwoke ahụ nke
mụọ-ozi ahụ sịrị m: Ị ga-anaba-
ta n'ime ụlọ gị — ma lee ọ bụ
otu nwoke ahụ nke nọ na-agwa
unu okwu gbasara ihe nile nke
Chineke.
9 Ma mụọ-ozi ahụ sịrị m ọ bụ
[a]nwoke dị nsọ; ya mere a mata-
ra m na ọ bụ nwoke dị nsọ n'ihi
na e kwuru ya site n'ọnụ mụọ-
ozi nke Chineke.
10 Ma ọzọ, a matara m na ihe
nile maka ndị nke ọ gbaworo
ama bụ ezi-okwu; n'ihi na lee a
asị m unu, na ebe Onye-nwe na-
adị ndụ, ọbụna otu ahụ ka ọ zi-
taworo [a]mụọ-ozi ya ime ihe ndị
a ka ha pụta ìhè nye m; ma nke
a ka o meworo ka Alma nke a
[b]biworo n'ụlọ m.
11 N'ihi na lee, ọ [a]gọziwo ụlọ
m, ọ gọziwo m, ma ndịnyom
mụ, ma ụmụ m, ma nna m na
ndị ebo m; e, ọbụna ebo m
nile ka ọ gọziworo, ma ngọzi
nke Onye-nwe adakwasịwo anyị
dịka okwu nile nke o kwuru.
12 Ma ugbua, mgbe Amiulek
kwuworo okwu ndị a nile ndị
ahụ malitere inwe mgbagwọjụ
anya, ebe ha hụrụ na a [a]karịrị
otu onye aka-ebe na agba-ama
maka ihe nke e jiri bo ha ebubo,
na kwa maka ihe nile nke ga-
abịa abịa, dịka mụọ nke ibu-
amụma nke dị n'ime ha siri dị.
13 Otu o sila dị, e nwere ụfọdu

5*a* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
6*a* Alma 5:37.
*b* OznỌd. 39:9.
7*a* Alma 8:20.
*b* Alma 5:46; 6:6. NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
*c* Ọlndoz. 10:30–35.
8*a* Alma 8:19–21.
9*a* NGAN Nsọ.
10*a* Alma 11:30–31.
*b* Alma 8:27.
11*a* Alma 8:22.
12*a* Alma 9:6.

n'etiti ha ndị chere echiche
ịjụ ha ajụjụ, nke ga-abụ na site
[a]n'ụzọ aghụghọ nile ha nwere
ike ijide ha n'okwu ha nile, ka
ha wee chọta aka-ebe megide
ha, ka ha nwe ike nyefee ha
n'aka ndị-ikpe ha nile ka e wee
kpee ha ikpe dịka iwu ahụ siri
dị, na ka e wee gbuo ha ma-ọbụ
tụba ha n'ime ụlọ mkpọrọ, dịka
imebi iwu ahụ nke ha ga-eme
ka ọ dịka ma-ọbụ gbaa aka-ebe
megide ha.
14 Ugbua ọ bụ ndị nwoke
ahụ ndị chọrọ ibibi ha, ndị bụ
[a]ndị ọka-iwu, ndị e goro n'ọrụ
ma-ọbụ ndị ahụ a họpụtara site
n'aka ndị ahụ ilekọta iwu ahụ
n'oge ikpe ikpe ha nile, ma-ọbụ
n'oge ikpe ikpe nile nke imebi-
iwu nile nke ndị ahụ n'iru ndị-
ikpe nile ahụ.
15 Ugbua ndị ọka-iwu nile a
nwere mmụta na nka nile na
aghụghọ nke ndị ahụ; ma nke a
bụ ime ka ha nwe ike ka ha wee
dị nka na aka-ọrụ ha.
16 Ma o wee ruo na ha malite-
re ịjụ Amiulek ajụjụ, ka e site
n'ebe ahụ ha ga-eme ka o kwu-
gide okwu nile nke onwe ya,
ma-ọbụ kwugide okwu nile ndị
o kwesịrị ikwu.
17 Ugbua ha amataghị na
Amiulek nwere ike ịmata maka
nzube ha nile. Mana o wee ruo
dịka ha malitere ịjụ ya ajụjụ, ọ
[a]matara maka echiche ha nile,
ma ọ sịrị ha: O unu ndị ajọọ
omume na [b]ọgbọ ekwe-ekwe,
unu ndị ọka-iwu na ndị iru
abụọ, n'ihi na unu na-atọ ntọ-ala
nke ekwensu; n'ihi na unu na-
esi [c]ọnya nile ijide ndị nsọ nile
nke Chineke.
18 Unu na-atụ atụmatụ nile
[a]iduhie ụzọ nile nke ndị ezi-
omume, na iwedata oke-iwe
nke Chineke n'isi unu nile, ọbụ-
na ruo n'ibibi ndị a kpam kpam.
19 E, nke-ọma ka Mosaịa kwu-
ru, onye bụ eze ikpe-azụ anyị,
mgbe ọ chọrọ inyepụ ala-eze
ahụ, ebe ọ na-enweghị onye
ọbụla ọ ga-enyefe ya n'aka,
na-emee ka a na-achị ndị a site
n'olu nile nke onwe ha—e,
nke-ọma ka o kwuru na ọbụrụ
na oge ahụ ga-abịa na olu nke
ndị a [a]ga-ahọrọ ajọọ-omume,
nke ahụ bụ, ọbụrụ na oge
ahụ ga-abịa na ndị a ga-adaba
n'ime njehie, ha ga-acha maka
mbibi.
20 Ma ugbua asị m unu na nke-
ọma ka Onye-nwe na-ekpe ikpe
maka ajọọ-omume unu nile;
nke-ọma ka ọ na-etiku ndị a, site
n'olu nke [a]ndị mụọ-ozi ya nile:
chegharịa nụ, chegharịa, n'ihi
na ala-eze nke elu-igwe dị nso.
21 E, nke-ọma ka ọ na-eti, site
n'olu nke ndị mụọ-ozi ya nile
na: [a]a ga m agbadata n'etiti ndị
m, jiri ahata aha na ikpe zịrị-ezi
n'aka m abụọ.
22 E, ma asị m unu na asị
na ọbụghị maka [a]ekpere nile
nke ndị ezi-omume, ndị nke
nọ ugbua n'ala ahụ, na ọbụna

13*a* Alma 11:21.
14*a* Alma 10:24; 11:20–21; 14:18.
17*a* Alma 12:3; 20:18, 32; OznỌd. 6:16.
*b* Mat. 3:7; Alma 9:8.
*c* OznỌd. 10:21–27.
18*a* Ọlndoz. 13:10.
19*a* Mosa. 29:27; Alma 2:3–7; Hil. 5:2.
20*a* Alma 8:14–16; 13:22.
21*a* Mosa. 13:34.
22*a* Jemes 5:16; Mosa. 27:14–16.

ugbua a ga-eleta unu jiri mbibi
kpam kpam; ma na ọ gaghị
abụ site [b]n'ide mmiri, dịka ọ
dị ndị ahụ n'ụbọchị nile nke
Noa, mana ọ ga-abụ site n'ụ-
nwụ, na site n'ajọọ ọrịa, na
mma agha.
23 Mana ọ bụ site [a]n'ekpere
nile nke ndị ezi-omume ka a
na-edebe unu; ugbua ya mere,
ọbụrụ na unu ga-achụpụ ndị
ezi-omume site n'etiti unu mgbe
ahụ ka Onye-nwe na agaghị
edebe aka ya; mana n'iwe ya dị
egwụ ka ọ ga-apụta megide
unu; mgbe ahụ a ga-eti unu otiti
ihe site n'ụnwụ, na site n'ajọọ-
ọrịa, na site na mma agha; ma
[b]oge ahụ na-abịa ọsọ-ọsọ ma
ọbụghị na unu chegharịrị.
24 Ma ugbua o wee ruo na ndị
ahụ were iwe megide Amiulek,
ma ha tipụrụ mkpu, na-asị:
Nwoke a na-ekwu okwu ọjọọ
megide iwu anyị nile ndị zịrị
ezi, ma ndị ọka-iwu anyị ma
ihe ndị anyị họtaworo.
25 Ma na Amiulek setịpụrụ
aka ya, ma tikuo ha nke ka nke,
na-asị: O unu ndị ajọọ-omume
na ọgbọ ekwe ekwe, gịnị mere
Setan jiri nwe ụdị nnukwu nji-
de a n'obi unu nile? Gịnị mere
unu ga-eji nyefee ya onwe unu
ka o wee nwe ike n'arụ unu,
[a]imechi anya unu nile, nke mere
na unu agaghị aghọta okwu nile
nke a na-ekwu, dịka ezi-okwu
siri dị?
26 N'ihi na lee, agbawo m ama
megide iwu unu? Unu anaghị
aghọta; unu sị na mụ ekwuwo
megide iwu unu; ma na emebe-
ghi m ya, ma na ekwuwo m na
nkwado nke iwu unu, ruo na
amam-ikpe unu.
27 Ma ugbua lee, asị m unu,
na ntọ-ala nke mbibi nke ndị
a ka a na-amalite ịtọ site n'ezi-
ghị-ezi nke [a]ndị ọka-iwu unu
nile na ndị-ikpe unu nile.
28 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Amiulek kwuworo okwu
ndị a ndị ahụ tipụrụ mkpu
megide ya, na-asị: Ugbua anyị
matara na nwoke a bụ nwa
nke ekwensu, n'ihi na ọ gwawo
anyị [a]okwu ụgha; n'ihi na o
kwuwo okwu megide iwu
anyị. Ma ugbua ọ sị na ya
ekwubeghị okwu megide ya.
29 Ma ọzọ, o kwuwo okwu
ọjọọ megide ndị ọka-iwu anyị
nile, na ndị-ikpe anyị nile.
30 Ma o wee ruo na ndị ọka-
iwu nile tinyere ya n'ime obi ha
nile na ha ga-echeta ihe ndị a
nile megide ya.
31 Ma e nwere otu n'etiti ha
nke aha ya bụ Ziezrọm. Ugbua
ọ bụ onye kachasị pụta n'ịhụ
[a]ibo Amiulek na Alma ebubo
ihe ọjọọ, ya, ebe ọ bụ otu n'ime
ndị ọkachamara n'etiti ha, ebe
ọ nwere nnukwu mmekọrita ọ
na-eme n'etiti ndị ahụ.
32 Ugbua ihe ndị ọka-iwu a
nile bu n'uche bụ inweta uru;
ma ha nwetara uru dịka ọrụ
nke ha siri dị.

22*b* Jen. 8:21;
3 Nif. 22:8–10.
ngan Idee Mmiri
n'Oge Noa.
23*a* ngan Ekpere.
*b* Alma 34:32–35.
25*a* 2 Ndị-Kọ 4:4;
Alma 14:6.
27*a* Luk 11:45–52.
28*a* Alma 14:2.
31*a* Alma 11:20–36.

## ISI 11

*Usoro ego nke ndị Nifaị ka a kọwara—Amiulek wee nwe ndọrọ-ndọrọ ya na Ziezrọm—Kraịst agaghị azọpụta ndị mmadụ n'ime mmehie ha nile—Nanị ndị ahụ ketara alaeze nke elu-igwe bụ ndị azọpụtara—Mmadụ nile ga-ebili n'ime anwụ-anwụ—ọdịghị ọnwụ dị ma Mbilite n'Ọnwụ gasịa. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA ọ bụ n'ime iwu nke
Mosaịa na nwoke ọbụla nke
bụ onye-ikpe nke iwu ahụ,
ma-ọbụ ndị ahọpụtara ịbụ ndị-
ikpe, ga-anata ụgwọ ọrụ nile
dịka oge nke ha jere ozi ikpe
ndị a kpọtara n'iru ha ka e
kpee ha ikpe.
2 Ugbua ọbụrụ na otu nwoke
ji nke ọzọ ụgwọ, ma ọ chọghị
ịkwụ ihe ahụ nke o ji n'ụgwọ, e
kpesara mkpesa maka ya nye
onye-ikpe ahụ; ma onye-ikpe
ahụ mere ihe e kpebiri n'ikike
ya, ma ziga ndị-ọrụ ka a kpọta
nwoke ahụ n'iru ya, ma ọ ga-
ekpe nwoke ahụ dịka iwu ahụ
nke e wetara megide ya siri dị,
ma otu a nwoke ahụ ka a kwa-
gidere ịkwụ ihe ahụ o ji n'ụ-
gwọ, ma-ọbụ anapụsịa ya ihe
nile, ma-ọbụ a chụpụ ya site
n'etiti ndị ahụ dịka onye-ori
ma-ọbụ onye mpụnarị.
3 Ma onye-ikpe ahụ ga-anata
n'ụgwọ ọrụ ya dịka oge ya siri
dị—otu sinaịn nke ọla edo n'otu
ụbọchị, ma-ọbụ otu sinọm nke
ọla-ọcha, nke ya na otu sinaịn
nke ọla-edo ha n'otu, ma nke
a bụ dịka iwu ahụ nke e nyere
siri dị.
4 Ugbua ndị a bụ aha nile
nke mpekele ọla-edo ha dị iche
iche, na nke ọla-ọcha ha, dịka
uru ha siri dị. Ma aha nile ahụ
ka ndị Nifaị nyere ha, n'ihi na
ha agbakọghị n'ụdị nke ndị
Juu ndị nọ na Jerusalem;
ọbụghị ma ha na-atụ n'ụdị nke
ndị Juu, mana ha gbanwere
mgbakọ ha na ihe ọtụtụ ihe
ha, dịka echiche nile na ọnọdụ
nile nke ndị ahụ, n'ọgbọ nile
siri dị, wee ruo ọchịchị nke
ndị-ikpe nile, ha ebe ọbụ na eze
Mosaịa [a]hiweworo ha.
5 Ugbua mgbakọ ahụ dị otu
a—otu sinaịn nke ọla-edo,
otu siọn nke ọla-edo, otu shọm
nke ọla-edo, na otu limna nke
ọla-edo.
6 Otu sinọm nke ọla-ọcha, otu
amnọ nke ọla-ọcha, otu ezrọm
nke ọla-ọcha, na otu ọntaị nke
ọla-ọcha.
7 Otu sinọm nke ọla-ọcha na
otu sịnaịn nke ọla-edo ha n'otu,
ma nke ọbụla bu maka otu ntụ-
tụ balị, na kwa maka otu ntụtụ
nke ụdị mkpụrụ-akụkụ ubi dị
iche iche.
8 Ugbua otu siọn nke ọla edo
pụtara ugboro abụọ ihe nke otu
sinaịn pụtara.
9 Ma otu shọm nke ọla-edo bụ
ugboro abụọ nke uru otu siọn.
10 Ma otu lịmna nke ọla-edo
bụ ihe ha nile pụtara.
11 Ma otu amnọ nke ọla ọcha
buru ibu dịka sinọm abụọ.
12 Ma otu ezrọm nke ọla-ọcha
buru ibu dịka sinọm anọ.

**11** 4*a* Mosa. 29:40–44.

13 Ma otu ọntaị buru ibu dịka ha nile.

14 Ugbua nke a bụ uru nke ọñụ-ọgụgụ ndị ka ntakịrị na mgbakọ ha —

15 Otu shịblọn bụ ọkara nke otu sinọm; ya mere, otu shịblọn bụ maka ọkara otu ntụtụ nke balị.

16 Ma otu shịblọm bụ otu ọkara nke otu shịblọn.

17 Ma otu lia bụ otu ọkara nke otu shịblọm.

18 Ugbua nke a bụ ọñụ-ọgụgụ ha, dịka mgbakọ ha siri dị.

19 Ugbua otu antịọn nke ọla-edo ha ka shịblọn atọ.

20 Ugbua, ọ bụ maka nanị ebum-n’obi inweta uru, n’ihi na ha natara ụgwọ ọrụ ha nile dịka ọrụ enyere ha siri dị, ya mere, ha kpalitere ndị ahụ n’ọgba-aghara nile, na ụdị inye nsogbu nile na ajọọ-omume, ka ha wee nwewanye ọrụ ọzọ, ka ha wee [a]nweta ego dịka ikpe nile nke e wetara n’iru ha siri dị; ya mere ha kpalitere ndị ahụ megide Alma na Amiulek.

21 Ma Ziezrọm a malitere ịjụ Amiulek ajụjụ, na-asị: Ị ga-aza ajụjụ ole na ole nke m ga-ajụ unu? Ugbua Ziezrọm bụ ọkachamara [a]n’aghụghọ nile nke ekwensu, ka o wee bibie ihe ahụ nke dị mma; ya mere, ọ sịrị Amiulek: Ị ga-aza ajụjụ nile nke m ga-atọgbọrọ gị?

22 Ma Amiulek sịrị ya: E, ọbụrụ na ọ bụ dịka [a]Mụọ nke Onye-nwe, nke dị n’ime m siri dị; n’ihi na agaghị m ekwu ihe ọbụla megidere Mụọ nke Onye-nwe. Ma Ziezrọm sịrị ya: Lee, n’ebe a bụ ọntaị isii nke ọla ọcha, ma ndị a nile ka m ga-enye gị ma ọbụrụ na Ị ga-agọnarị ọnụnọ nke Onye-ka-cha-elu.

23 Ugbua Amiulek sịrị: O gị [a]nwa nke ala-mụọ, gịnị mere i jiri [b]n’anwa m ọnwụnwa? Ị mataghị na ndị-ezi-omume adịghị arara onwe ha nye ụdị ọnwụnwa ndị a?

24 Ị kwere na ọdịghị Chineke dị? Asị m gị, E-e, Ị matara na e nwere otu Chineke, ma na Ị [a]hụrụ ego ahụ n’anya karịa ya.

25 Ma ugbua I kwuwo okwu ụgha n’iru Chineke nye m. Ị sịrị m — Lee ọntaị isii ndị a, ndị pụtara oke uru, a ga m enye gị — mgbe Ị tinyeworo ya n’obi gị idota ha site n’ebe m nọ; ma-ọbụ nanị ọchịchọ gị na m ga-agọnarị Chineke nke ezi-okwu ahụ dị ndụ, ka I wee nwe ihe ga-eme ka ibibie m. Ma ugbua lee, maka nnukwu ihe ọjọọ nke a ị ga- enwe ụgwọ ọrụ gị.

26 Ma Ziezrọm sịrị ya: Ị sịrị na e nwere otu Chineke nke ezi-okwu ahụ dị ndụ?

27 Ma Amiulek sịrị: E, e nwere otu Chineke nke ezi-okwu ahụ dị ndụ.

28 Ugbua Ziezrọm sịrị: Enwere karịa otu Chineke?

29 Ma ọ zara, E-e.

30 Ugbua Ziezrọm sịrị ya ọzọ: Olee otu I siri mata ihe ndị a nile?

20*a* Alma 10:32.
21*a* Alma 10:13.
22*a* NGAN Mụọ Nsọ.
23*a* Alma 5:41.
*b* NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
24*a* 1 Tim. 6:10; Taịtọs 1:11.

31 Ma ọ sịrị: Otu [a]mụọ-ozi
emewo ka m mata ha.
32 Ma Ziezrọm sịrị ọzọ: Onye
ka ọ bụ nke ga-abịa? Ọ bụ Ọkpa-
ra nke Chineke?
33 Ma o sịrị ya, E.
34 Ma Ziezrọm sịrị ọzọ: Ọ ga-
azọpụta ndị ya [a]n'ime mmehie
ha nile? Ma Amiulek zara ma
sị ya: Asị m gị ọ gaghị eme ya,
n'ihi na ọ gaghị-ekwe mee na
ọ ga-agọnarị okwu ya.
35 Ugbua Ziezrọm sịrị ndị
ahụ: Hụ na unu chetara ihe ndị
a; n'ihi na ọ sịrị na e nwere nanị
otu Chineke; ma na ọ na-asị
na Ọkpara nke Chineke ga-abịa,
mana ọ gaghị azọpụta ndị
ya—dịka o nwere ikike inye
Chineke iwu.
36 Ugbua Amiulek sịrị ya ọzọ:
Lee Ị kwuwo okwu ụgha, n'ihi
na Ị sịrị na m kwuru okwu dịka
m nwere ikike inye Chineke
iwu n'ihi na asịrị m na ọ gaghị
azọpụta ndị ya n'ime mmehie
ha nile.
37 Ma asị m gị ọzọ na o nwe-
ghị ike ịzọpụta ha n'ime [a]mme-
hie ha nile; n'ihi na enweghị m
ike ịgọnarị okwu ya, ma ọ sịwo
na [b]ọdịghị ihe na-adịghị ọcha
ga-enwe ike iketa [c]ala-eze nke
elu-igwe; ya mere, olee otu a
ga-esi zọpụta unu ma ọbụghị
na unu ketara ala-eze nke elu-
igwe? Ya mere, agaghị azọpụta
unu n'ime mmehie unu nile.
38 Ugbua Ziezrọm sịrị ya ọzọ:
Ọbụ Ọkpara Chineke ahụ bụ
Nna nke Mgbe-ebighi-ebi ahụ?
39 Ma Amiulek sịrị ya: E, ọ
bụ ya bụ [a]Nna nke Ebighi-ebi
nke elu-igwe ahụ na nke ụwa,
na [b]ihe nile nke dị n'ime ha; ọ
bụ ya bụ mmalite ahụ na ọgwụ-
gwụ ahụ, onye mbụ na onye
ikpe-azụ;
40 Ma ọ ga-abịa n'ime [a]ụwa
[b]ịgbapụta ndị ya; ma ọ [c]ga-ebu-
kwasị onwe ya njehie nile nke
ndị kwere n'aha ya; ma ndị a bụ
ndị ahụ ga-enwe ndụ-ebighi-
ebi, ma nzọpụta anaghị abịara
onye ọbụla ọzọ.
41 Ya mere, ndị ajọọ-omume
na-anọgide dịka aga-asị na
[a]ọdịbeghị mgbapụta ọbụla e
mere, ma ọbụghị ịtọpụ n'agbụ
nile nke ọnwụ; n'ihi na lee, ụbọ-
chị na-abịa mgbe mmadụ nile
[b]ga-ebili site n'ọnwụ ma guzo-
ro n'iru Chineke, ma e [c]kpee ha
ikpe dịka ọrụ ha nile siri dị.
42 Ugbua, e nwere otu ọnwụ
nke a na-akpọ ọnwụ nke arụ;
na ọnwụ nke Kraịst ga- atọpụ
[a]agbụ nile nke ọnwụ nke arụ a,
ma na ka e wee kulite mmadụ
nile site n'ọnwụ nke anụ arụ a.
43 Mụọ ahụ na arụ ahụ a
[a]ga-ejikọta ha ọzọ n'ụdị ya zuru

31*a* Alma 10:7–10.
34*a* Hil. 5:10–11.
37*a* 1 Ndị-Kọ 6:9–10.
*b* 1 Nif. 15:33; Alma 40:26; 3 Nif. 27:19. NGAN Ndụ Na-eyighi Chineke.
*c* NGAN Ala-eze Chineke ma-ọbụ Ala-eze Elu-igwe.
39*a* Aisa. 9:6.
*b* Ndị-Kọl. 1:16; Mosa. 4:2.
40*a* NGAN Ụwa.
*b* Ndi Rom 11:26–27.
*c* Ọpụ. 34:6–7; Aisa. 53:5; 1 Jọn 2:2; Mosa. 14:5; 15:12; OznỌd. 19:16–19.
41*a* Alma 12:18; OznỌd. 88:33.
*b* Mkpu. 20:12–13; Alma 42:23.
*c* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
42*a* Alma 12:16.
43*a* 2 Nif. 9:13; Alma 40:23.

oke; ma ụkwụ na aka ma njikọ-
ahụ ka a ga-eweghachi n'ụdị ya
mbụ, ọbụna otu anyị dị ugbua
n'oge a; ma a ga- akpọta anyị
iguzoro n'iru Chineke, na-amata
ọbụna dịka anyị matara ugbua,
ma nwe [b]ncheta doro anya maka
[c]ikpe-ọmụma anyị nile.
44 Ugbua, mweghachi a ga-
abịara onye ọbụla, ma okenye
ma nwata, ma oru ma ndị nwe-
re onwe ha, ma nwoke ma nwa-
nyị, ma ndị ajọọ-omume ma ndị
ezi-omume; ma ọbụna ọ gaghị
adị ihe ha ka otu ntụtụ isi ha nile
ga-efu, mana ihe nile ka a [a]ga-
eweghachi n'ụdị zuru oke, dịka
ọ dị ugbua, ma-ọbụ na arụ, ma a
ga-akpọta ha ma mee ka ha zaa
ajụjụ n'iru oche-ikpe nke Kraịst
Ọkpara ahụ, na Chineke [b]Nna
ahụ, na Mụọ Nsọ ahụ, nke bụ
[c]otu Chineke ebighi-ebi, ka e
[d]kpee ha ikpe dịka ọrụ ha nile
siri dị, ma ha dị mma ma-ọbụ
ma ha dị njọ.
45 Ugbua, lee, agwawo m gị
okwu gbasara ọnwụ nke arụ
na-anwụ anwụ, na kwa gbasara
[a]mbilite n'ọnwụ nke arụ na-
anwụ anwụ. Asị m gị na arụ
na-anwụ anwụ ka a ga [b]ekulite
[c]n'arụ na-anaghị anwụ anwụ,
nke ahụ bụ site n'ọnwụ, ọbụna
site n'ọnwụ nke mbụ baa na ndụ,
ka [d]ha ghara ịnwụ anwụ ọzọ;
mụọ ha nile na-ejikọta ha na arụ
ha nile, ọdịghị mgbe a ga-ekewa
ha ọzọ; otu a ha nile aghọọ [e]nke
mụọ na anaghị anwụ-anwụ, ka
ha ghara ịhụ ire ure ọzọ.
46 Ugbua, mgbe Amiulek kwu-
sịrị okwu ndị a nile ndị ahụ ma-
litere ọzọ inwe ịtụ n'anya, na
kwa Ziezrọm malitere ịma jijiji.
Ma otu a ka okwu nile nke
Amiulek siri gwuchaa, ma-ọbụ
nke a bụ ihe nile nke m deworo.

## ISI 12

*Alma wee dọọ ndọrọ-ndọrọ ya na Ziezrọm—Ihe omimi nile nke Chineke ka a ga-enye nanị ndị nwere okwukwe—Ndị mmadụ ka a ga-ekpe ikpe site n'echiche ha nile, okwukwe nile, okwu nile, na ọrụ nile—Ndị ajọọ omume ka a ga-ata ahụhụ ọnwụ nke mụọ—Ndụ arụ a n'anwụ-anwụ bụ ọnọdụ mnwale—Atụmatụ nke mgbapụta na-eweta Mbilite n'Ọnwụ ahụ ma, site n'okwukwe, nsachapụ nke mmehie nile—Ndị chegharịrị nwere oke n'ebere site n'Ọkpara a Mụrụ Nanị Ya. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

1 UGBUA Alma, ebe ọ hụrụ na
okwu nile nke Amiulek edewo
Ziezrọm jụụ, n'ihi na ọ hụrụ na
Amiulek ejidewo ya [a]n'ikwu
okwu ụgha ya na ighọ aghụghọ
ibibi ya, ma ebe ọ hụrụ na ọ ma-
litere ịma jijiji n'okpuru [b]uche
zuru oke maka ikpe ọmụma ya,

43*b* 2 Nif. 9:14; Mosa. 3:25; Alma 5:18.
*c* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
44*a* Alma 41:12–15.
*b* NGAN Chineke, Chi-ukwu—Chineke Nna ahụ.
*c* 3 Nif. 11:27, 36. NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*d* Mkpu. 20:12–13.
45*a* Alma 40:23; OznỌd. 88:16.
*b* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*c* NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
*d* Mkpu. 21:4; OznỌd. 63:49; 88:116.
*e* 1 Ndị-Kọ 15:44.
**12** 1*a* Alma 11:20–38.
*b* NGAN Ime Mụọ.

o meghere ọñụ ya ma malite
ịgwa ya okwu, na imesi okwu
nile nke Amiulek ike, na ịkọwa
ihe nile ndị dị n'ebe anya na-
anaghị eru, ma-ọbụ isaghee
akwụkwọ-nsọ nile karịa nke
ahụ Amiulek meworo.
2 Ugbua okwu nile nke Alma
gwara Ziezrọm ka ndị nọ gbu-
ru-gburu nụrụ; n'ihi na igwe-
mmadụ ahụ dị nnukwu, o kwu-
ru okwu n'ụdị di otu a:
3 Ugbua Ziezrọm, ebe a hụrụ
na e nwetawo gị n'ikwu okwu
ụgha na ịghọ aghụghọ, n'ihi na
ikwughị okwu ụgha nye ndị
mmadụ nanị mana ikwuwo
okwu ụgha nye Chineke; n'ihi
na lee, ọ matara [a]echiche gị nile,
ma Ị na-ahụ na echiche gị nile e
mere ka anyị mata ha site na
Mụọ ya;
4 Ma Ị na-ahụ na anyị matara
na atụmatụ gị bụ atụmatụ dị
ezigbo aghụghọ, dịka aghụghọ
nke ekwensu ahụ, maka ikwu
okwu ụgha na ịghogbu ndị a ka
Ị nwe ike dunye ha imegide
anyị, ịkpọ anyị aha ọjọọ ma chụ-
pụ anyị—
5 Ugbua nke a bụ atụmatụ nke
[a]onye iro gị, ma o gosịwo ike ya
na gị. Ugbua ọ dị m ka asị na Ị
ga-echeta na ihe m na-agwa gị a
na m agwa mmadụ nile.
6 Ma lee asị m unu nile na nke
a bụụrụ ọnya nke onye iro ahụ,
nke ọ tọworo ijide ndị a, ka o
wee weta unu n'ime ịnọ n'okpu-
ru ya, ka o wee jiri [a]ụdọ-igwe ya
nile kegide unu, ka o wee keda
unu ruo mbibi mgbe nile na-
adigide, dịka ike nke ndọkpụ
n'agha ya siri dị.
7 Ugbua mgbe Alma kwuwo-
ro okwu ndị a, Ziezrọm malite-
re ịma jijiji karịchaa, n'ihi na e
mere ka o kwenye karịa akarịa
maka ike nke Chineke; ma e me-
kwara ka o kwenye na Alma na
Amiulek matara maka ya, n'ihi
na e mere ka o kwenye na ha
matara echiche nile na ebum-
n'obi nile nke obi ya; n'ihi na e
nyere ha ike ka ha wee mata
maka ihe ndị a nile dịka mụọ
nke ibu-amụma siri dị.
8 Ma Ziezrọm malitere ịjụtasị
ha ike, ka o wee mata ihe karịa
gbasara ala-eze nke Chineke.
Ma ọ sịrị Alma: Gịnị ka nke a
pụtara nke Amiulek kwuworo
gbasara mbilite n'ọnwụ nke ndị
nwụrụ anwụ, na mmadụ nile
ga-ebịlite site n'ọnwụ, ma ndị
omume zịrị-ezi ma ndị omume
n'ezighị-ezi, ma a ga-akpọta ha
iguzoro n'iru Chineke ka e kpee
ha ikpe dịka ọrụ ha nile siri dị?
9 Ma ugbua Alma malitere
ịkọwadaru ihe ndị a nile ala nye
ya, na-asị: E nyere ya ọtụtụ ịma-
ta [a]ihe omimi nile nke Chineke;
otu osila dị e debere ha n'okpu-
ru iwu siri ike na ha agaghị enye
[b]ma ọbụghị dịka akụkụ okwu ya
ahụ nke ọ na-enye ụmụ nke
mmadụ, dịka ịña ntị na mgbalị
nke ha nyere ya siri dị.
10 Ma ya mere, onye nke [a]ga-
emesi obi ya ike, onye ahụ ga-
anata [b]akụkụ ka nta nke okwu

3*a* Jekọb 2:5;
Alma 10:17;
OznỌd. 6:16.
5*a* NGAN Ekwensu.
6*a* Alma 5:7–10.
9*a* Alma 26:22.
NGAN Ihe Omimi nile
nke Chineke.
*b* Jọn 16:12; Alma 29:8;
3 Nif. 26:8–11; Ita 4:7.
10*a* 2 Nif. 28:27; Ita 4:8.
*b* OznỌd. 93:39.

ahụ; ma onye nke [c]na-agaghị
emesi obi ya ike, ya ka e [d]nye-
woro akụkụ okwu ahụ nke karị-
rị, ruo mgbe e nyere ya ịmata
ihe omimi nile nke Chineke ruo
mgbe ọ matazuru ha.
11 Ma ndị ahụ ga-emesi obi ha
ike, ha ka e nyere [a]akụkụ ka nta-
kịrị nke okwu ahụ ruo mgbe na
[b]ọdịghị ihe ha ga-amata gbasa-
ra ihe omimi ya nile; ma mgbe
ahụ ekwensu ga-akpọrọ ha na
ndọkpụ n'agha, ma duru ha n'ọ-
chịchọ ya gbada ruo mbibi.
Ugbua nke a bụ ihe [c]ụdọ-igwe
nile nke [d]ala mụọ pụtara.
12 Ma Amiulek ekwuwo otu ọ
dị mfe nghọta gbasara [a]ọnwụ,
na inwe nkulite site n'ọnọdụ
ịnwụ anwụ a ruo n'ọnọdụ nke
anwụghị anwụ, na ịkpọta n'iru
oche-ikpe nke Chineke, ka e
[b]kpee anyị ikpe dịka ọrụ anyị
nile siri dị.
13 Mgbe ahụ ọbụrụ na emesị-
wo obi anyị nile ike, e, ọbụrụ
na anyị emesịwo obi anyị nile
ike megide okwu ahụ, nke mere
na a hubeghị ya n'ime anyị,
mgbe ahụ ka ọnọdụ anyị ga-adị
egwụ, n'ihi na mgbe ahụ anyị
ga-enwe amam-ikpe.
14 N'ihi na [a]okwu anyị nile
ga-ama anyị ikpe, e, ọrụ anyị
nile ga-ama anyị ikpe; agaghị
enweta anyị n'enweghị ntụpọ;
ma echiche anyị nile ga kwa
ama anyị ikpe; ma n'ọnọdụ a dị
egwụ anyị agaghị a nwa a nwa
ilelite anya lee Chineke anyị;
ma anyị ga- enwe obi-ụtọ ma
ọbụrụ na anyị nwere ike inye
nkume nile na [b]ugwu ukwu ni-
le iwu ịdakwasị anyị [c]izo anyị
site n'iru ya.
15 Mana nke a enweghị ike
ịdị; anyị ga-abịarurịrị ma guzo-
ro n'iru ya n'otuto ya, na n'ike
ya, ma n'ume ya, ụdị-eze, na
ọchịchị, ma nakwere-ezi-okwu
[a]n'ihere mgbe nile na-adigide
anyị na [b]ikpe ya nile zịrị ezi; na
o ziri ezi n'ọrụ ya nile, ma na ọ
na-emere ụmụ nke mmadụ ebe-
re, ma na ọ nwere ike nile ịzọpụ-
ta mmadụ nile ndị kwere n'aha
Ya ma na-amịta mkpụrụ na-ego-
sị nchegharị.
16 Ma ugbua, asị m unu mgbe
ahụ ka otu ọnwụ ga-abịa, ọbụna
[a]ọnwụ nke ugboro abụọ, nke
bụ ọnwụ nke mụọ; mgbe ahụ
bụ oge nke onye ọbụla nwụrụ
n'ime mmehie ya nile, dịka
[b]n'ọnwụ nke arụ, [c]ga-anwụ
kwa ọnwụ nke mụọ; e, ọ ga-
anwụ dịka nye ihe nile gbasara
ezi-omume.
17 Mgbe ahụ bụ oge nke nta-
ram-ahụhụ ha nile ga-abụ dịka
[a]ọdọ ọkụ na nkume ọkụ, nke
ire ọkụ ya na-arịgoro n'elu ruo
mgbe nile na mgbe nile; ma
mgbe ahụ bụ oge nke a ga-eke

10*c* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*d* 2 Nif. 28:30; OznỌd. 50:24.
11*a* Mat. 25:29.
*b* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*c* Jọn 8:34; 2 Nif. 28:19.
*d* Ilu 9:18; 2 Nif. 2:29. NGAN Ala-mụọ.
12*a* Alma 11:41–45.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
14*a* Mat. 12:36; Jemes 3:6; Mosa. 4:29–30.
*b* Hosea 10:8; 2 Nif. 26:5.
*c* Job 34:22; 2 Nif. 12:10.
15*a* Mosa. 3:25.
*b* 2 Pita 2:9. NGAN Ikpe-ziri-ezi.
16*a* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
*b* Alma 11:40–45.
*c* 1 Nif. 15:33; Alma 40:26.
17*a* Mkpu. 19:20; 21:8; Mosa. 3:27.

ha ụdọ-igwe gbada ruo mbibi mgbe nile na-adigide, dịka ike na ndọkpụ n'agha nke Setan siri dị, ya ebe o debeworo ha n'okpuru ya dịka ọchịchọ ya siri dị.

18 Mgbe ahụ, asị m gị, ha ga-adị ka [a]enwebeghị mgbapụta e mere; n'ihi na agaghị agbapụta ha dịka ikpe-ziri ezi nke Chineke siri dị; ma ha enweghị ike [b]ịnwụ, ebe ha hụrụ na enweghị kwa ire ure.

19 Ugbua o wee ruo na mgbe Alma bịaworo na ngwụcha nke ikwu-okwu ndị a nile, ndị ahụ malitere inwe ịtụ-n'anya karịa;

20 Mana e nwere otu Antiọna, onye bụ onye-isi-ọchịchị n'etiti ha, bịalitere ma sị ya: Gịnị bụ nke a ị kwuworo, na mmadụ ga-ebilite site na ndị nwụrụ-anwụ ma a gbanwe ya site [a]n'ọnọdụ na-anwụ anwụ a baa n'ọnọdụ anwụghị anwụ, nke mere na mkpụrụ-obi agaghị anwụkwa ọzọ?

21 Gịnị ka akwụkwọ-nsọ na-egosị, nke sịrị na Chineke debere [a]cherubim na mma-agha ire ọkụ n'ọwụwa-anyanwụ nke ubi nke [b]Iden ahụ, adịghị ama-ama nne na nna mbụ anyị ibanye ma rachaa mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ, ma dị ndụ ruo mgbe nile? Ma otu a anyị hụrụ na-enweghị ohere ga-ekwe-mee na ha ga-ebi ruo mgbe ebighi-ebi.

22 Ugbua Alma sịrị ya: Nke a bụ ihe nke m na-achọ ịkọwa. Ugbua anyị hụrụ na Adam [a]dara site n'ịracha site na [b]mkpụrụ-osisi a sị erila, dịka okwu Chineke siri dị; ma otu a anyị hụrụ, na site n'ọdịda ya, mmadụ nile ghọrọ [c]ndị furu-efu na ndị dara ada.

23 Ma ugbua lee, asị m gị na ọbụrụ na o kwere Adam mee [a]ịracha mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ n'oge ahụ, agaraghị enwe ọnwụ, ma okwu ahụ gara abụ ihe efu, na-mee Chineke onye okwu ụgha, n'ihi na ọ sịrị: [b]Ọbụrụ na i rie ị ga-anwụrịrị.

24 Ma anyị na-ahụ na [a]ọnwụ na-abịakwasị ndị mmadụ, e, ọnwụ ahụ nke Amiulek kwuworo maka ya, nke bụ ọnwụ nke arụ; otu o sila dị e nwere ohere e nyere [b]mmadụ n'ime nke o nwere ike icheghariị; ya mere ndụ a ghọrọ ọnọdụ mnwale; oge [c]ịkwado izute Chineke; oge ịkwado maka ọnọdụ agwụgh-agwụ ahụ nke anyị kwuworo maka ya, nke bụ mgbe mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ gasịworo.

25 Ugbua a sị na ọbụghị maka [a]atụmatụ nke mgbapụta, nke a tọrọ site na ntọ-ala nke ụwa, a

18*a* Alma 11:41.
*b* Mkpu. 21:4; Alma 11:45; OznỌd. 63:49.
20*a* NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
21*a* Jen. 3:24; Alma 42:2; Moses 4:31. NGAN Cherubim.
*b* NGAN Iden.
22*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*b* Jen. 3:6; 2 Nif. 2:15–19; Mosa. 3:26.
*c* Mosa. 16:4–5.
23*a* Alma 42:2–9.
*b* Jen. 2:17.
24*a* NGAN Ọnwụ nke Arụ.
*b* 2 Nif. 2:21; Moses 5:8–12.
*c* Alma 34:32–35.
25*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.

garaghị enwe [b]mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ; mana e nwere atụmatụ nke mgbapụta a tọrọ, nke ga-eweta mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ, nke e kwuworo maka ya.
26 Ma ugbua lee, ọbụrụ na o kwere mee na nne na nna mbụ anyị nwere ike ịga n'iru ma rachaa mkpụrụ sitere [a]n'osisi nke ndụ ha gaara anọ n'ọnọdụ ịhụju-anya ruo mgbe nile, na-enweghị ọnọdụ nkwadobe; ma otu a [b]atụmatụ nke mgbapụta gaara abụ ihe n'enweghị isi, ma okwu nke Chineke gaara abụ ihe efu, na-enweghị ihe na-eso ya.
27 Mana lee, ọ dịghị otu ahụ; mana a [a]họpụtara ya nye ndị mmadụ na ha ga-anwụrịrị; ma mgbe ọnwụ gasịrị, ha ga-abịarịrị [b]ikpe-ikpe, ọbụna otu ikpe ikpe ahụ nke anyị kwuworo maka ya, nke bụ nsọtụ ahụ.
28 Ma mgbe Chineke họpụtaworo na ihe ndị a nile ga-abịakwute mmadụ, lee, mgbe ahụ ọ hụrụ na ọ dị mkpa na mmadụ ga-amata gbasara ihe nile ndị ahụ ọ họpụtaworo nye ha;
29 Ya mere o zigara [a]ndị mụọozi ịkparịta-ụka ya na ha, ndị mere ndị mmadụ ịhụ otuto ya.
30 Ma ha malitere site n'oge ahụ gaa n'iru ịkpọku aha ya; ya mere Chineke [a]kparịtara ụka ya na ndị mmadụ, ma mee ka ha mata [b]atụmatụ nke mgbapụta, nke a kwadoworo site na [c]ntọala nke ụwa; ma nke a o mere ka ha mata dịka okwukwe ha siri dị na nchegharị na ọrụ ha nile dị nsọ.
31 Ya mere, o nyere ndị mmadụ [a]iwu-nsọ nile, ha ebe ha jehieworo [b]iwu-nsọ mbụ nile ndị gbasara ihe ndị bụ nke arụ, na ịghọ dịka chi, [c]na-amata mma site na njọ, na-edebe onwe ha n'ọnọdụ [d]ime ihe, ma-ọbụ ịbụ ndị e debere n'ọnọdụ ime ihe dịka ọchịchọ ha nile na mmasị ha nile siri dị, ma ha ga-eme ihe ọjọọ ma-ọbụ ime ihe ọma—
32 Ya mere Chineke nyere ha iwu-nsọ nile, mgbe o [a]meworo ka ha mata atụmatụ nke mgbapụta, ka ha ghara ime ihe ọjọọ, ahụhụ nke dị ya bụụrụ [b]ọnwụ nke ugboro abụọ, nke bụ ọnwụ mgbe nile na-adigide maka ihe nile gbasara ezi-omume; n'ihi na n'ụdị a, atụmatụ nke mgbapụta agaghị enwe ike, n'ihi na ọrụ nile nke [c]ikpe zịrị ezi a gaghị enwe ike ibibi ya, dịka ịdị mma kachasị-elu nke Chineke siri dị.
33 Mana Chineke kpọrọ ndị mmadụ, n'aha Ọkpara ya, (nke a ebe ọ bụ atụmatụ nke mgbapụta nke a tọrọ) na-asị: Ọbụrụ na unu ga-echegharị ma ghara

25*b* 2 Nif. 2:8; Alma 7:12; 42:23.
26*a* Jen. 2:9; 1 Nif. 15:36; Alma 32:40.
*b* Alma 34:8–16; 42:6–28; Moses 6:59–62.
27*a* Job 7:1; Ndị-Hib 9:27; OznỌd. 42:48.
*b* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
29*a* Moro. 7:25, 31; OznỌd. 29:42.
30*a* Moses 5:4–5; 6:51.
*b* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*c* Mosa. 18:13; Alma 13:3, 5, 7–8.
31*a* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke.
*b* Jen. 2:16–17; 2 Nif. 2:18–19.
*c* Jen. 3:22–23; Moses 4:11.
*d* 2 Nif. 2:16. NGAN Ohere-Ihọrọ.
32*a* Moses 5:4–9.
*b* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
*c* Mosa. 15:27; Alma 34:15–16; 42:15.

imesi obi unu ike, mgbe ahụ
ka m ga-emere unu ebere, site
n'Ọkpara m M mụrụ Nanị Ya;
34 Ya mere, onye ọbụla che-
gharịrị, na n'emesighị obi ya
ike, ọ ga-enwe oke [a]n'ebere site
n'Ọkpara m M mụrụ Nanị Ya,
ruo na [b]nsachapụ nke mmehie
ya nile; ma ndị a ga-aba n'ime
[c]izu-ike m.
35 Ma onye ọbụla ga-emesi
obi ya ike ma ga-eme ajọọ-omu-
me, lee, a ñụọ m iyi n'ime iwe
ọkụ m na ọ gaghị aba n'ime
izu-ike m.
36 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, lee asị m unu, na ọbụrụ
na unu ga-emesi obi unu ike
unu agaghị aba n'ime izu-ike
nke Onye-nwe; ya mere ajọọ-
omume unu na-akpasu ya iwe
nke mere na o na-ezidatara unu
iwe ọkụ ya dịka na [a]mkpasu
iwe mbụ ahụ, e, dịka okwu ya
siri dị na mkpasu iwe ikpe-azụ
ahụ na kwa nke mbụ, wee ruo
na [b]mbibi mgbe nile na-adigide
nke mkpụrụ-obi unu nile; ya
mere, dịka okwu ya siri dị, wee
ruo n'ọnwụ ikpe-azụ ahụ, na
kwa nke mbụ.
37 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, ebe m hụrụ na anyị ma-
tara ihe ndị a nile, ma ha bụ
ezi-okwu, ka anyị chegharịa,
ma ghara imesi obi anyị ike, ka
anyị ghara [a]ịkpasu Onye-nwe
Chineke anyị iwe ịdọdatara
onwe anyị iwe ọkụ ya n'ime
iwu-nsọ nke abụọ ya nile ndị a
nke o nyeworo anyị; mana ka
anyị baa n'ime [b]izu-ike nke
Chineke, nke a kwadoro dịka
okwu ya siri dị.

## ISI 13

*A na-akpọ ndị mmadụ dịka ndị isi nchụ-aja n'ihi okwukwe ha karịrị akarị na ọrụ ọma nile—Ha ga-akụzi iwu-nsọ nile ahụ—Site n'ezi-omume a na-asacha ha ma baa n'ime izu-ike nke Onye-nwe—Melkizedek bụụrụ otu n'ime ndị a—Ndị mụọ-ozi na-ekwupụta ozi ọma nile n'akụkụ nile nke ala ahụ—Ha ga-ekpughe ezigbo ọbịbịa nke Kraịst. Ihe dịka n'afọ 82 tutu amụọ Kraịst.*

MA ọzọ, ụmụnne m nwoke, a
ga m ewelite uche unu nile
lekwasị oge mgbe Onye-nwe
Chineke nyere ụmụ ya iwu-nsọ
ndị a nile; ma ọ dị m ka asị na
unu ga-echeta na Onye-nwe
Chineke [a]chiri ndị nchụ-aja nile
echichi, dịka usoro ya dị nsọ
siri dị, nke bụụrụ n'ụdị usoro
nke Ọkpara ya, ịkuziri ndị
mmadụ ihe ndị a nile.
2 Ma ndị nchụ-aja ahụ nile
ka e chiri echichi [a]n'usoro nke
Ọkpara ya, [b]n'ụzọ nke a ga-eme
ka ndị ahụ nwe ike mata otu ha
ga-esi lekwasị Ọkpara ya anya
maka mgbapụta.
3 Ma nke a bụ otu e siri chie ha

34*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*b* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
*c* NGAN Izu-ike.
36*a* Jekọb 1:7–8; Alma 42:6, 9, 14.
*b* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
37*a* 1 Nif. 17:30; Jekọb 1:8; Hil. 7:18.
*b* Alma 13:6–9.
**13** 1*a* Abr. 2:9, 11.
2*a* OznỌd. 107:2–4.
*b* Alma 13:16.

echichi—ebe a [a]kpọrọ ma [b]kwado ha site na [c]ntọ-ala nke ụwa dịka [d]ebụzọ mata nke Chineke, site n'okwukwe ha karịrị akarị na ọrụ ọma ha nile; na nke mbụ ịhapụ ka ha [e]họrọ mma ma-ọbụ njọ; ya mere ebe ha họrọworo mma, ma na-enwe nnukwu [f]okwukwe karịrị akarị, a [g]kpọrọ ha n'ọkpụkpọ dị nsọ, e, n'ọkpụkpọ ahụ dị nsọ nke e jiri kwado, na dịka, nkwadobe mgbapụta maka ụdị ndị ahụ.

4 Ma otu a akpọwo ha [a]n'ọkpụkpọ nke a dị nsọ site n'okwukwe ha, mgbe ndị ọzọ ga-ajụ Mụọ nke Chineke site isi-ike nke obi ha nile na ikpu-isi nke echiche ha nile, mgbe, ọbụrụ na ọbụghị maka nke a ha gaara enwe ụdị nnukwu [b]ohere nke ụmụnne ha nwoke nwere.

5 Ma-ọbụ na nke-nke, na mbụ ha [a]guzoro n'otu ebe ha na ụmụnne ha nwoke; otu a ọkpụkpọ nsọ nke a akwadoro site na ntọ-ala nke ụwa maka ndị nile na-aghara imesi obi ha nile ike, na-adị n'ime na site na aja mgbaghara mmehie nke Ọkpara a mụrụ Nanị Ya, onye akwadoro akwado—

6 Ma otu a ebe a kpọrọ ha site n'ọkpụkpọ nsọ a, ma chie ha echichi banye n'ọkwa nchụ-aja ahụ nke usoro-nsọ nke Chineke, ikuzi iwu-nsọ ya nile nye ụmụ nke mmadụ, ka ha kwa wee baa n'ime [a]izu-ike ya—

7 Ọkwa nchụ-aja a ebe ọ dị n'ụdị usoro nke Ọkpara ya, bụ usoro nke sitere na ntọ-ala nke ụwa; ma-ọbụ n'okwu ọzọ, ebe ọ dị [a]n'enweghị mmalite nke ụbọchị nile ma-ọbụ ngwụcha nke afọ nile, ebe akwadoro ya site ebighi-ebi ruo mgbe ebighi-ebi nile, dịka [b]ebụzọ mata ya nke ihe nile siri dị—

8 Ugbua e [a]chịrị ha echichi n'ụdị a—ebe a kpọrọ ha site n'ọkpụkpọ dị nsọ, ma chie ha echichi jiri emume-nso, ma naewekwasị onwe ha ọkwa nchụaja ahụ nke usoro dị nsọ, ọkpụkpọ nke, na emume-nso, na ọkwa nchụ-aja, dị n'enweghị mmalite ma-ọbụ ọgwụgwụ—

9 Otu a ha ghọrọ [a]ndị isi nchụ-aja ruo mgbe nile, dịka usoro nke Ọkpara ahụ, Onye Nna Mụrụ Nanị Ya siri dị, onye nọ n'enweghị mmalite nke ụbọchị nile ma-ọbụ ngwụcha nke afọ nile, onye jupụtara na [b]amara, ahata-aha, na ezi-okwu. Ma otu a ka ọ dị. Amen.

10 Ugbua, dịka m kwuru gbasara usoro ahụ dị nsọ, ma-ọbụ [a]ọkwa nchụ-aja nke a dị elu, e

---

3*a* OznỌd. 127:2.
NGAN Nhọpụta; Ebu-ụzọ Chie-echichi.
*b* OznỌd. 138:55–56.
*c* Alma 12:25, 30.
NGAN Ndụ Tutu e Nwee Anụ Arụ.
*d* OznỌd. 38:2.
*e* NGAN Ohere-Ihọrọ.
*f* NGAN Okwukwe.
*g* NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku; Ọkwa Nchụ-aja.
4*a* Ita 12:10.
*b* 1 Nif. 17:32–35.
5*a* 2 Nif. 26:28.
6*a* Alma 12:37; 16:17.
NGAN Izu-ike.
7*a* Ndị-Hib 7:3.
*b* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
8*a* OznỌd. 84:33–42.
NGAN Ọkwa Nchụ-aja nke Melkizedek.
9*a* NGAN Onye Isi Nchụ-aja.
*b* 2 Nif. 2:6.
NGAN Amara.
10*a* OznỌd. 84:18–22.

nwere ọtụtụ ndị e chịrị echichi ma ha ghọọ ndị isi nchụ-aja nke Chineke; ma o sitere n'inwe okwukwe ha karịrị akarị na [b]nchegharị, na ezi-omume ha n'iru Chineke, ha, ebe ha họọrọ ichegharị ma rụọ ọrụ ezi-omume karịa ịla n'iyi.

11 Ya mere a kpọrọ ha dịka n'usoro a dị nsọ, ma e [a]doro ha nsọ, ma [b]uwe ha nile ka a sapụrụ ọcha site n'ọbara nke Nwa-atụrụ ahụ.

12 Ugbua ha, mgbe e [a]doworo ha nsọ site na [b]Mụọ Nsọ ahụ, ebe e meworo uwe ha ka ha dị ọcha, ebe ha dịworo [c]ọcha na enweghị ntụpọ n'iru Chineke, enweghị ike ilekwasị [d]mmehie anya ma ọ bụghị ma-ọbụ [e]n'ịkpọ nnukwu asị; ma ha dị ọtụtụ, nnukwu ọtụtụ karịrị akarị, ndị e mere ka ha ghara inwe ntụpọ ma baa n'ime izu-ike nke Onye-nwe Chineke ha.

13 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke, ọ dị m ka asị na unu ga-adị umeala n'iru Chineke, ma mịta [a]mkpụrụ na-egosị nchegharị, ka unu wee baa kwa n'ime izu-ike ahụ.

14 E, dị nụ umeala ọbụna dịka ndị ahụ n'ụbọchị nile nke [a]Melkizedek, onye bụ kwa onye isi nchụ-aja dịka otu usoro nke a nke m kwuworo, onye wekwasịrị onwe ya ọkwa nchụ-aja ahụ ruo mgbe nile.

15 Ma-ọbụ otu Melkizedek ahụ onye [a]Abraham kwunyere [b]otu-ụzọ-n'ụzọ-iri ya nile; e, ọbụna nna anyị Abraham kwụrụ ụtụ otu-ọzọ-n'ụzọ iri nke ihe nile o nwere.

16 Ugbua [a]emume-nso ndị a nile ka e nyere n'ụdị dị otu a, na site otu a ndị ahụ ga-enwe ike ilepụ anya legide Ọkpara nke Chineke ahụ, ebe ọ bụ [b]ụdị dịka usoro ya, ma-ọbụ ebe ọ bụ usoro ya, ma nke a ka ha wee lepụ anya legide ya maka nsachapụ nke mmehie ha nile, ka ha wee baa n'ime izu-ike nke Onye-nwe ahụ.

17 Ugbua Melkizedek a bụ eze n'ala nke Salem; ma ndị ya agbasịwo ike n'ajọọ-omume na ihe arụ; e, ha nile akpafuwo, ha jupụtara n'ụdị ajọọ-omume nile dị iche iche;

18 Mana Melkizedek ebe o gosịworo nnukwu okwukwe, ma nata ọkwa nke ọkwa nchụ-aja dịka [a]usoro dị nsọ nke Chineke, kwusara nchegharị nye ndị ya. Ma lee, ha chegharịrị; ma Melkizedek hiwere udo n'ala ahụ n'ụbọchị ya nile; ya mere a kpọrọ ya ọkpara-eze nke udo, n'ihi na ọ bụụrụ eze nke Salem; ma ọ chịrị n'okpuru nna ya.

10*b* NGAN Chegharia, Nchegharị.
11*a* Moses 6:59–60.
*b* 1 Nif. 12:10; Alma 5:21–27; 3 Nif. 27:19–20.
12*a* Ndi Rom 8:1–9. NGAN Ido-nsọ.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*d* Mosa. 5:2; Alma 19:33.
*e* Ilu 8:13; Alma 37:29.
13*a* Luk 3:8.
14*a* OznỌd. 84:14. NAJS, Jen. 14:25–40. NGAN Melkizedek.
15*a* NGAN Abraham.
*b* Jen. 14:18–20; Mal. 3:8–10. NGAN Ịkwu Otu Ụzọ n'Ụzọ Iri, Otu Ụzọ N'ime Ụzọ Iri nile.
16*a* NGAN Emume-nsọ nile.
*b* NGAN Àkàrá.
18*a* NGAN Ọkwa Nchụ-aja nke Melkizedek.

19 Ugbua, e nwere [a]ọtụtụ tutu
o rute ya, na kwa e nwere ọtụtụ
mgbe ọ chịchara, mana [b]ọdịghị
ndị ka ukwuu; ya mere, maka
nanị ya ka ha kpọworo aha
karịsịa.
20 Ugbua ọ dịghịrị m mkpa
ikwugharị maka nke ahụ; ihe
m kwuworo nwere ike izu. Lee,
[a]akwụkwọ-nsọ nile dị n'iru unu;
ọbụrụ na unu [b]ga-emegharị ha ọ
ga-abụ na mbibi nke onwe unu.
21 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Alma gwaworo ha okwu
nile ndị a, o setịpụụrụ ha aka ya
ma tie na nnukwu olu, na-asị:
Ugbua bụ oge [a]nchegharị ahụ,
n'ihi na ụbọchị nke nzọpụta
na-abịa nso;
22 E, ma olu nke Onye-nwe,
site [a]n'ọnụ nke ndị mụọ-ozi,
na-ekwupụtara ya mba nile; e,
na-ekwupụta ya, ka ha wee nwe
ozi ọma nke oke ọñụ; e, ma ọ
na-ekwupụta ozi ọma ndị a nile
n'etiti ndị ya nile, e, ọbụna nye
ha bụ ndị gbasasịrị na mba ọzọ
n'elu iru nke ụwa; ya mere ha
abịakwutewo anyị.
23 Ma a na-eme ka anyị mata
ha [a]n'asụsụ nile dị mfe nghọta,
ka anyị wee ghọta, ka anyị wee
ghara imehie; ma nke a n'ihi
anyị bụ [b]ndị-ije n'ala anyị na-
amaghị; ya mere, anyị nwetara
iru ọma dị elu, n'ihi na anyị
nwere ozi ọma ndị a e kwupụ-
tara nye anyị n'akụkụ nile nke
ubi-vine anyị.
24 N'ihi na lee, [a]ndị mụọ-ozi
na-ekwupụta ya nye ọtụtụ n'oge
a n'ala anyị; ma nke a bụ maka
ebum-n'obi nke ịkwado obi nile
nke ụmụ nke mmadụ ịnabata
okwu ya n'oge nke ọbịbịa ya
n'otuto ya.
25 Ma ugbua anyị na-eche
nanị ịnụ akụkọ añụrị nile ahụ e
kwupụtara nye anyị site n'ọnụ
nke ndị mụọ-ozi, maka ọbịbịa
ya; n'ihi na oge ahụ n'abịa, anyị
[a]amataghị otu ọsọ-ọsọ ya ga-adị.
Ọ dị m ka n'aha Chineke na ọ
ga-abụ n'ụbọchị m; mana ka
ọ bụrụ na nso-nso ma-ọbụ ma
emesịa, n'ime ya a ga m añụrị
ọñụ.
26 Ma a ga-eme ka [a]ndị ezi-
omume na ndị dị nsọ mata ya,
site n'ọnụ ndị mụọ-ozi, n'oge
nke ọbịbịa ya, ka e wee mezuo
okwu nile nke ndị nna anyị ha,
dịka ihe ahụ nke ha kwuworo
gbasara ya siri dị, nke bụ dịka
mụọ nke ibu-amụma siri dị nke
dị n'ime ha.
27 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, ọ [a]na-agụ m site n'ebe
kachasị ime nke obi m, e, jiri
nnukwu nchekasị arụ ọbụna
ruo na mgbu, na unu ga-aña ntị
n'okwu m nile, ma wezuga
mmehie unu nile, ma ghara
igbu oge ụbọchị nke nchegharị
unu;
28 Mana unu ga-adị umeala
n'onwe unu n'iru Onye-nwe,
ma kpọkuo aha nsọ ya, ma [a]chee

19*a* Hil. 8:18; OznỌd. 84:6–16; 107:40–55.
*b* OznỌd. 107:1–4.
20*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
*b* 2 Pita 3:16; Alma 41:1.
21*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
22*a* Alma 10:20.
23*a* 2 Nif. 25:7–8; 31:3; 32:7; Jekọb 4:13; Ita 12:39.
*b* Jekọb 7:26.
24*a* Alma 10:10; 39:19.
25*a* 1 Nif. 10:4; 3 Nif. 1:13.
26*a* Emọs 3:7; Luk 2:8–11.
27*a* Mosa. 28:3.
28*a* NGAN Ekpere; Nche, Ndị-nche.

nche ma kpee ekpere esepụghị
aka, ka a ghara [b]ịnwa unu
ọnwụnwa karịa ka unu ga-ebụli,
ma si otu a Mụọ Nsọ a na-edu
unu, na-aghọọ ndị n'eweda
onwe ha ala, dị [c]nwayọ, na-eru-
be isi, nwe ndidi, jupụta n'ịhụ-
nanya na ogologo ntachi-obi;
29 [a]Na-enwe okwukwe n'ime
Onye-nwe; na-enwe olile-anya
na unu ga-enweta ndụ ebighi-
ebi; na-enwe [b]ịhụnanya nke
Chineke ahụ oge nile n'obi unu
nile, ka e wee bulite unu elu
n'ụbọchị ikpeazụ ma baa n'ime
[c]izu-ike ya.
30 Ma ka Onye-nwe nye unu
ncheghari, ka unu ghara iweda-
ta oke iwe ya nye unu, ka a
ghara ikeda unu site n'ụdọ-
igwe ya nile ruo [a]ala mụọ, ka
unu ghara ịta ahụhụ [b]ọnwụ nke
ugboro abụọ.
31 Ma Alma gwara ndị ahụ
ọtụtụ okwu ndị ọzọ, ndị a na-
edeghị n'ime akwụkwọ a.

## ISI 14

*Alma na Amiulek ka e tinyere n'ụlọ mkpọrọ ma tie ha otiti ihe — A kpọrọ ndị kwere ekwe na akwụkwọ-nsọ ha ọkụ — Ndị a nile e gburu n'ihi okwukwe ha nwere n'ebe Jisus nọ ka Onye-nwe nabatara n'otuto — Mgbidi nile nke ụlọ-mkpọrọ ka e tiwara ma ha daa — Alma na Amiulek ka a napụtara, ma ndị na-esogbu ha ka e gburu. Ihe dịka n'afọ 82 ruo 81 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo mgbe ọ bịara
na ngwucha nke ịgwa ndị ahụ
okwu, ọtụtụ n'ime ha kwere
n'okwu ya nile, ma malite iche-
ghari, na nyochaa [a]akwụkwọ-
nsọ nile ahụ.
2 Mana ndị ka n'ime ha chọsị-
rị ike ka ha wee bibie Alma na
Amiulek; n'ihi na ha na-eweso
Alma iwe, n'ihi [a]ịdị mfe nghọta
nke okwu ya nile nye Ziezrọm;
ma ha sịkwara na Amiulek
[b]agwawo ha okwu ụgha, ma
kwuo okwu ọjọọ megide iwu ha
na kwa megide ndị ọka-iwu ha
na ndị-ikpe nile.
3 Ma ha wesokwara Alma na
Amiulek iwe; ma n'ihi na ha
agbawo ama dị ezigbo mfe
nghọta megide ajọọ-omume ha,
ha chọrọ iwepụ ha na nzuzo.
4 Mana o wee ruo na ha eme-
ghị ya; kama ha kpọọrọ ha ma
jiri agbụ siri-ike kee ha, ma kpọ-
ga ha n'iru onye-isi-ikpe nke ala
ahụ.
5 Ma ndị ahụ garuru ma gbaa
aka-ebe megide ha — na-agba
ama na ha kwuru okwu ọjọọ
megide iwu ahụ, na ndị ọka-iwu
ha nile na ndị-ikpe nile nke ala
ahụ, na kwa megide ndị nile ahụ
nọ n'ala ahụ; na kwa gbaa ama
na e nwere nanị otu Chineke,
ma na ọ ga-ezite Ọkpara ya n'e-
titi ndị ahụ, mana ọ gaghị azọ-
pụta ha; ma ọtụtụ ụdị ihe dị otu

28*b* 1 Ndị-Kọ 10:13.
*c* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ; Ndidi.
29*a* Alma 7:24.
*b* OznỌd. 20:31; 76:116. NGAN Afọ-ọma.
*c* OznỌd. 84:24.
30*a* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ; Ala-mụọ.
*b* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
**14** 1*a* 2 Ndez. 22:8–13. NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
2*a* Alma 12:3–7.
*b* Alma 10:27.

a ka ndị ahụ gbara ama megide Alma na Amiulek. Ugbua nke a ka e mere n'iru onye-isi-ikpe nke ala ahụ.
6 Ma o wee ruo na Ziezrọm nwere ịtụ n'anya n'okwu nile ndị e kwuworo; ma ọ matakwara gbasara ikpu-isi nke obi ha nile, nke ọ kpataworo n'etiti ndị ahụ site n'okwu ụgha ya nile; ma mkpụrụ-obi ya malitere inwe [a]ntaram-ahụhụ site na mmata nke [b]ikpe-ọmụma nke onwe ya; e, ọ malitere inwe ịgba gburu-gburu site na mgbu nile nke ala-mụọ.
7 Ma o wee ruo na ọ malitere itiku ndị ahụ, na-asị: Lee, [a]ikpe mara m, ma ndịkom a enweghị ntụpọ n'iru Chineke. Ma ọ malitere ịrịọrọ ha arịrịọ site n'oge ahụ gaa n'iru; mana ha kparịrị ya, na-asị: Ajọọ-mụọ o nwetawo kwa gị? Ma ha bụrụ ya ọnụ-mmiri, ma [b]chụpụ ya site n'etiti ha, na kwa ndị nile nke kwere n'okwu nile nke Alma na Amiulek kwuworo; ma ha chụpụrụ ha, ma ziga ndịkom ka ha tụọ ha okwute.
8 Ma ha kpọkọtara ndị nwunye ha na ụmụ ha ọnụ, ma onye ọbụla kwere ma-ọbụ akụziworo ikwere n'okwu nke Chineke ha mere ka atụba ha n'ime ọkụ, ma ha kwa wepụtara akụkọndekọta ha nile nke ihe dị n'ime ya bụ akwụkwọ-nsọ nile ahụ, ma tụba ha n'ime ọkụ ahụ kwa, ka e wee kpọọ ha ọkụ ma bibie ha site n'ọkụ.
9 Ma o wee ruo na ha kpọọrọ Alma na Amiulek, ma buga ha n'ebe a na-egbu ndị kwere na Jisus Kraịst, ka ha wee lere mbibi nke ndị a na-erepịa site n'ọkụ.
10 Ma mgbe Amiulek hụrụ mgbu nile nke ndịnyom na ụmụ-ntakịrị ndị na-erepịa n'ime ọkụ ahụ, o gbukwara ya mgbu; ma ọ sịrị Alma: Olee otu anyị ga-esi lere ihe nkiri nke a dị egwụ? Ya mere ka anyị setịpụ aka anyị nile, ma jiri [a]ike nke Chineke nke dị n'ime anyị rụọ ọrụ, ma zọpụta ha site n'ire ọkụ nile ahụ.
11 Mana Alma sịrị ya: Mụọ ahụ kwagidere m na m agaghị esetịpụrịrị aka m; n'ihi na lee Onye-nwe na-anabata ha n'elu nye onwe ya, [a]n'otuto; ma o kwere ka ha mee ihe nke a, ma-ọbụ na ndị ahụ ga-eme ha ihe nke a, dịka isi-ike nke obi ha nile siri dị, ka [b]ikpe ikpe nile nke ọ ga-ezitara ha n'oke iwe ya wee zi ezi; ma [c]ọbara nke ndị [d]na-enweghị ụta gaeguzoro dịka aka-ebe megide ha, e, ma tisie mkpu ike megide ha n'ụbọchị ikpe-azụ.
12 Ugbua Amiulek sịrị Alma: Lee, eleghị-anya ha ga-akpọ kwa anyị ọkụ.
13 Ma Alma sịrị: Ka ọ dịrị dịka ọchịchọ nke Onye-nwe siri dị. Mana, lee, ọrụ anyị agwube-

6*a* Alma 15:5.
*b* NGAN Ime Mụọ.
7*a* Alma 11:21–37.
*b* Alma 15:1.
10*a* Alma 8:30–31.
11*a* NGAN Otuto.
*b* Abụọma 37:8–13; Alma 60:13; OznỌd. 103:3. NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*c* NGAN Ogbugbu n'ihi Okwukwe, Onye e Gburu n'ihi Okwukwe ya na Jisus Kraịst.
*d* Mosa. 17:10.

ghị; ya mere ha agaghị akpọ
anyị ọkụ.
14 Ugbua o wee ruo na mgbe
anụ-arụ nile nke ndị ahụ atụba-
woro n'ime ọkụ repịara, na kwa
akụkọ-ndekọta nile ahụ nke atụ-
bara ya na ha, onye-isi-ikpe nke
ala ahụ bịara guzoro n'iru Alma
na Amiulek, dịka e kere ha
agbụ; ma ọ jiri aka ya maa ha
ụra na nti ha nile, ma sị ha:
Mgbe unu hụsịworo ihe ndị a,
unu ga-ekwusa ozi-ọma ọzọ nye
ndị a, na a ga-atụba ha n'ime
[a]ọdọ ọkụ na nkume ọkụ?
15 Lee, unu ahụwo na unu
enweghị ike ịzọpụta ndị ahụ a
tụbaworo n'ime ọkụ ahụ; ọbụ-
ghị ma Chineke ọ zọpụtawo ha
n'ihi na ha bụụrụ ndị okwukwe
gị. Ma onye-ikpe ahụ kụrụ ha
ọzọ na nti ha nile, ma jụọ: Gịnị
ka unu na-ekwu maka onwe
unu?
16 Ugbua onye-ikpe a nọ dịka
usoro na okwukwe nke [a]Niho,
onye gburu Gịdiọn.
17 Ma o wee ruo na Alma na
Amiulek azaghị ya ihe ọbụla;
ma ọ kụrụ ha ọzọ, ma nyefee ha
ndị-ọrụ ahụ nile ka a tụba ha
n'ime ụlọ-mkpọrọ.
18 Ma mgbe atụbaworo ha
n'ụlọ-mkpọrọ ụbọchị atọ, ọtụtụ
[a]ndị ọka-iwu wee bịa, ma ndị-
ikpe, ma ndị nchụ-aja, ma ndị
nkuzi, ndị bụ nke okwukwe nke
Niho; ma ha batara n'ime ụlọ-
mkpọrọ ịhụ ha, ma ha jụrụ ha
ajụjụ maka ọtụtụ okwu nile;
mana ha azaghị ha ihe ọbụla.
19 Ma o wee ruo na onye-
ikpe ahụ guzoro n'iru ha, ma sị:
Gịnị mere unu anaghị aza okwu
nile nke ndị a? Unu amataghị
na m nwere ike inyefelite unu
n'ime ire-ọkụ nile ahụ? Ma ọ
nyere ha iwu ka ha kwuo okwu;
mana ha azaghị ihe ọbụla.
20 Ma o wee ruo na ha pụrụ
ma gara ụzọ ha nile, mana bịa-
kwa ọzọ n'echi ya; ma onye-
ikpe ahụ kụkwara ha ọzọ na nti
ha nile. Ma ọtụtụ bịarutekwara,
ma kuo ha, na-asị: Unu ga-egu-
zo ọzọ ma kpee ndị a ikpe, ma
kwutọọ iwu anyị? Ọbụrụ na
unu nwere ụdị nnukwu ike ahụ
gịnị mere unu anaghị [a]anapụta
onwe unu?
21 Ma ọtụtụ ụdị ihe dị otu a
ka ha sịrị ha, na-atakwasị ha
ikikere eze, ma na-abụsa ha
ọnụ-mmiri, ma na-asị: Olee otu
anyị ga-adị mgbe amara anyị
ikpe?
22 Ma ọtụtụ ụdị ihe ndị ahụ,
e, ụdị ihe dị otu a nile dị iche
iche ka ha gwara ha; Ma otu a
ha kwara ha emu ruo ọtụtụ
ụbọchị. Ma ha jịchiri ihe-oriri
site n'ebe ha nọ ka agụụ wee
gụọ ha, na mmiri ka akpịrị wee
kpọọ ha nkụ; ma ha napụkwa-
ra ha uwe ha nile nke mere na
ha gba-ọtọ; ma otu a ekere ha
jiri ụdọ nile siri ike, ma debe ha
n'otu ebe n'ime ụlọ-mkpọrọ.
23 Ma o wee ruo mgbe ha
taworo ahụhụ otu a ruo ọtụtụ
ụbọchị, (ma-ọbụ n'ụbọchị nke
iri na abụọ, n'ọnwa nke iri,
n'ime afọ nke iri nke ọchịchị
nke ndị-ikpe nile nye ndị nke
ndị Nifaị) na onye-isi-ikpe nye
ala nke Amọnaịha ma ọtụtụ

14*a* Alma 12:17.
16*a* Alma 1:7–15.
18*a* Alma 10:14; 11:20.
20*a* Mat. 27:39–43.

n'ime ndị nkuzi ha nile na ndị
ọka-iwu nile bara n'ime n'ebe
ụlọ-mkpọrọ ahụ ebe Alma na
Amiulek e jiri ụdọ nile kee nọ.
24 Ma onye-isi-ikpe ahụ guzo-
ro n'iru ha, ma kụọ ha ọzọ, ma
sị ha: Ọbụrụ na unu nwere ike
nke Chineke napụta onwe unu
site n'agbụ ndị a, ma mgbe ahụ
anyị ga- ekwere na Onye-nwe
ga-ebibi ndị a dịka okwu unu
nile siri dị.
25 Ma o wee ruo na ha nile
gara n'iru ma kụọ ha, na-ekwu
otu okwu nile ahụ, ọbụna wee
ruo n'onye ikpe-azụ; ma mgbe
onye ikpe-azụ gwaworo ha
okwu [a]ike nke Chineke dakwa-
sịrị Alma na Amiulek, ma ha
biliri guzoro n'ụkwụ ha.
26 Ma Alma tiri mkpu, na-asị:
Ruo ole mgbe ka anyị ga-
atagide ahụhụ nnukwu [a]mkpa-
gbu nile ndị a, O Onye-nwe? O
Onye-nwe, nye anyị ume dịka
okwukwe anyị nke dị n'ime
Kraịst, ọbụna ruo na nnapụta.
Ma ha dọbiri ụdọ nile ahụ nke e
jiri kee ha; ma mgbe ndị ahụ
hụrụ nke a, ha malitere ịgbafu,
n'ihi egwu maka mbibi abịa-
kwasịwo ha.
27 Ma o wee ruo na oke nnu-
kwu ka egwu ha dị nke mere na
ha dara n'ala, ma ha erughị
ọnụ-ụzọ mpụta nke [a]ụlọ-mkpọ-
rọ ahụ; ma ala masịrị jijiji ike,
ma mgbidi nile nke ụlọ-mkpọrọ
ahụ ka a gbawara abụọ, nke
mere na ha dara n'ala; ma onye-
isi-ikpe ahụ, na ndị ọka-iwu
nile, na ndị nchụ-aja nile, na ndị
nkuzi nile, ndị kụworo Alma na
Amiulek ihe, ka e gburu site n'ọ-
dịda nke ahụ.
28 Ma Alma na Amiulek pụta-
ra site n'ụlọ-mkpọrọ ahụ, ma ha
emerụghị arụ; n'ihi na Onye-
nwe enyewo ha ike, dịka okwu-
kwe ha nke dị n'ime Kraịst siri
dị. Ma ngwa-ngwa ha pụtara
site n'ụlọ-mkpọrọ ahụ; ma
[a]atọpụrụ ha agbụ ha nile; ma
ụlọ-mkpọrọ ahụ adawo rịị
n'ala, ma mkpụrụ-obi ọbụla dị
n'ime mgbidi ahụ, ma ọbụghị
Alma na Amiulek, ka e gburu;
ma ngwa-ngwa ha bịarutere
ime obodo-ukwu ahụ.
29 Ugbua ndị ahụ ebe ha nụ-
woro nnukwu mkpọtụ bịara
gbakọta ọñụ n'igwe ịmata ihe
kpatara ya; ma mgbe ha hụrụ
Alma na Amiulek na-apụta site
n'ụlọ-mkpọrọ, ma mgbidi nile
dị ya adawo n'ala, oke egwu
tụrụ ha, ma ha gbafuru site
n'iru nke Alma na Amiulek
ọbụna dịka otu ewu si na-achịrị
ụmụ ya agbanarị ọdụm abụọ;
ma otu a ka ha siri gbafuo site
n'iru Alma na Amiulek.

## ISI 15

*Alma na Amiulek wee gaa na Saịdọm ma hiwe otu nzukọ-nsọ — Alma wee gwọọ Ziezrọm, onye sonyere Nzukọ-nsọ ahụ — Ọtụtụ ka e mere baptism, ma Nzukọ-nsọ ahụ mere nke ọma — Alma na Amiulek wee gaa Zarahemla. Ihe dịka n'afọ 81 tutu amụọ Kraịst.*

25*a* Alma 8:31.
26*a* Jemes 5:10–11; Mosa. 17:10–20; OznỌd. 121:7–8.
27*a* Ọlndoz. 16:26; Ita 12:13.
28*a* Jekọb 4:6; 3 Nif. 28:19–22.

MA o wee ruo na Alma na
Amiulek ka e nyere iwu ka ha
pụọ site n’obodo-ukwu ahụ;
ma ha pụrụ, ma pụta ọbụna
baa n’ime ala nke Saịdọm; ma
lee, n’ebe ahụ ha hụrụ ndị nile
ahụ nke pụworo site n’ala nke
[a]Amọnaịha, ndị a [b]chụpụworo
ma tụọ okwute, n’ihi na ha
kwere n’okwu nile nke Alma.
2 Ma ha kọọrọ ha ihe nile
nke meworo [a]ndị nwunye ha
na ụmụ ha, na kwa gbasara ha
n’onwe ha, na maka [b]ike nke
nnapụta ha.
3 Na kwa Ziezrọm dịna n’ọrịa
na Saịdọm, n’oke arụ-ọkụ, nke
ihe kpatara ya bụ nnukwu
mkpagbu nile nke uche ahụ site
[a]n’ajọọ-omume ya, n’ihi na o
chere na Alma na Amiulek anọ-
kwaghị; ma o chere na egbuwo
ha n’ihi ajọọ-omume ya. Ma
nnukwu mmehie nke a, na ọtụtụ
mmehie ya ndị ọzọ, tara ya ahụ-
hụ n’echiche wee ruo mgbe ọ
karịrị akarị, ebe ọ na-enweghị
nnapụta; ya mere ọ malitere
irepụta n’elu arụ jiri okpom
ọkụ na-ere ọkụ.
4 Ugbua, mgbe ọ nụrụ na
Alma na Amiulek nọ n’ala nke
Saịdọm, obi ya malitere inweta
agbam-ume; ma o zipụrụ ozi
ngwa-ngwa nye ha, na-achọ ka
ha bịakwute ya.
5 Ma o wee ruo na ha gara
ngwa-ngwa, na-erube isi n’ozi
nke o zitawooro ha; ma ha
gabara n’ime ụlọ gakwuru
Ziezrọm; ma ha hụrụ ya n’elu
akwa-ụra ya, n’ọrịa, ebe ọ nọ
n’ọrịa site n’oke aru-ọkụ; ma
echiche ya kwa karịrị na nnu-
kwu nsogbu maka ajọọ-omume
ya nile; ma mgbe ọ hụrụ ha o
setịpụrụ aka ya, ma rịọ ha ka ha
gwọọ ya.
6 Ma o wee ruo na Alma sịrị
ya, na-ejide ya n’aka: [a]Ikwere
n’ike nke Kraịst ruo nzọpụta?
7 Ma ọ zara ma sị: E, e kwere
m okwu nile unu kuziworo.
8 Ma Alma sịrị: Ọbụrụ na i
kwere na mgbapụta nke Kraịst
e [a]nwere ike ịgwọ gị.
9 Ma ọ siri: E, e kwere m dịka
okwu unu nile siri dị.
10 Ma mgbe ahụ Alma tikuru
Onye-nwe, na-asị: O Onye-nwe
Chineke anyị, mere nwoke
nke a ebere, ma [a]gwọọ ya dịka
okwukwe ya nke dị n’ime
Kraịst siri dị.
11 Ma mgbe Alma kwuworo
okwu ndị a nile, Ziezrọm [a]wu-
liri n’ụkwụ ya abụọ, ma malite
ịga ije; ma nke a ka e mere na
nnukwu ịtụ-n’anya nke ndị ahụ
nile; ma mmata maka nke a
gazuru n’akụkụ ala nile nke
Saịdọm.
12 Ma Alma mere Ziezrọm
baptism nye Onye-nwe; ma ọ
malitere site n’oge ahụ gaa n’iru
ikwusa ozi-ọma nye ndị ahụ.
13 Ma Alma hiwere otu nzu-
kọ-nsọ n’ala nke Saịdọm ahụ,
ma doo ndị nchụ-aja na ndị nku-
zi n’ala ahụ nsọ, ime baptism

**15** 1*a* Alma 16:2–3, 9, 11.
*b* Alma 14:7.
2*a* Alma 14:8–14.
*b* Alma 14:28.
3*a* Alma 14:6–7.
6*a* Mak. 9:23.
8*a* NGAN Gwọọ, Ọgwụgwọ nile.
10*a* Mak. 2:1–12.
11*a* Ọlndoz. 3:1–11.

nye Onye-nwe ndị ọbụla chọsịrị
ike ka e mee ha baptism.
14 Ma o wee ruo na ha dị
ọtụtụ; n'ihi na ha bịajupụtara
site na mpaghara nile gburu-
gburu Saịdọm, ma e mere ha
baptism.
15 Mana ọbụrụ ma ndị nke
nọ n'ala nke Amọnaịha, ha ka
nọgidere n'obi-ike na ndị na-
akpọ ekwe nkụ; ma ha echegha-
rịghị site na mmehie ha nile,
na-ewere ike nile nke Alma na
Amiulek dịka nke ekwensu;
n'ihi na ha nọ n'okwukwe nke
[a]Niho, ma ha ekweghị na nche-
gharị nke mmehie ha nile.
16 Ma o wee ruo na Alma
na Amiulek, Amiulek ebe ọ
[a]hapụworo ọla-edo ya nile, na
ọla-ọcha, na ihe ya nile ndị
dị oke ọñụ ahịa, ndị dị n'ala
nke Amọnaịha, maka okwu
Chineke, ya, ebe ndị bụụrụ ndị
enyi ya otu mgbe [b]jụworo ya
ma nna ya ma ndị ebo ya kwa;
17 Ya mere, mgbe Alma hiwe-
woro nzukọ-nsọ ahụ na Saịdọm,
ebe ọ hụrụ nnukwu [a]nkwụsị, e,
ebe ọ hụrụ na ndị ahụ ka a
kwụsịrị dịka mpako nke obi ha
nile siri dị, ma malite [b]ime
onwe ha umeala n'iru Chineke,
ma malite ịkpọkọta onwe ha
ọñụ n'ebe mgbaba dị nsọ ha
nile [c]ife Chineke n'iru ebe nchụ-
aja ha nile, [d]na-eche nche na-
ekpe ekpere esepụghị aka, ka a
napụta ha n'aka Setan, na site
[e]n'ọnwụ, na site na mbibi—
18 Ugbua dịka m kwuru,
Alma ebe ọ hụworo ihe ndị a
nile, ya mere ọ kpọọrọ Amiulek
ma bịafeta n'ala nke Zarahemla,
ma kpọrọ ya gaa n'ụlọ nke aka
ya, ma lekọta ya n'ime mkpagbu
ya nile, ma gbaa ya ume n'ime
Onye-nwe.
19 Ma otu a ka afọ nke iri nke
ọchịchị nke ndị-ikpe siri gwụ-
chaa nye ndị nke Nifaị.

## ISI 16

*Ndị Leman wee bibie ndị nke Amọnaịha—Zorọm wee duru ndị Nifaị ruo na mmeri nke ndị Leman—Alma na Amiulek na ọtụtụ ndị ọzọ kwusara okwu ahụ—Ha wee kụzie na mgbe o sịworo n'ọnwụ bilie Kraịst ga-egosị ndị Nifaị onwe ya. Ihe dịka n'afọ 81 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo n'afọ nke iri na
otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe
nye ndị-nke Nifaị, n'ụbọchị nke
ise nke ọnwa nke abụọ, ebe
enweworo nnukwu udo n'ala
nke Zarahemla, ebe ana-enwe-
beghị agha ọbụla ma-ọbụ ndọ-
rọ-ndọrọ ruo ụfọdụ ọnụ-ọgụgụ
afọ, ọbụna wee ruo n'ụbọchị
nke ise nke ọnwa nke abụọ
n'ime afọ nke iri n'otu, e nwere
itimkpu nke agha a nụrụ n'akụ-
kụ ala ahụ nile.
2 N'ihi na lee, ndị-agha nile
nke ndị Leman abatawọrịị n'a-
kụkụ ọzara ahụ, n'ime oke-ala
nile nke ala ahụ, ọbụna n'ime
obodo-ukwu nke [a]Amọnaịha

15*a* Alma 1:2–15.
16*a* Luk 14:33; Alma 10:4.
*b* NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.
17*a* Alma 16:21.
*b* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*c* NGAN Fee Ofufe.
*d* NGAN Ekpere; Nche, Ndị-nche.
*e* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
**16** 2*a* Alma 15:1, 15–16.

ahụ, ma malite igbu ndị ahụ na ibibi obodo-ukwu ahụ.

3 Ma ugbua o wee ruo, tutu ndị Nifaị enwe ike ịkpọkọta ndị-agha zuru ịchụpụ ha site n'ala ahụ, ha [a]ebibiwọrịị ndị ahụ nọ n'obodo-ukwu nke Amọnaịha ahụ, na kwa ụfọdụ nọ gburu-gburu oke-ala nile nke Noa, ma dọkpụrụ ndị ọzọ n'agha baa n'ime ọzara ahụ.

4 Ugbua o wee ruo na ndị Nifaị chọsịrị ike inweta ndị ahụ adọkpụrụworo n'agha baa n'ime ọzara ahụ.

5 Ya mere, onye nke ahọpụtaworo ibu onye-isi ọchị-agha nye ndị-agha nile nke ndị Nifaị, (ma aha ya bụ Zorọm, ma ọ nwere ụmụ nwoke abụọ, Lihaị na Aha)—ugbua Zorọm na ụmụ nwoke ya abụọ, ebe ha matara na Alma bụ onye isi nchụ-aja nye nzukọ-nsọ ahụ, ma ebe ha nụworo na ọ nwere mụọ nke ibu amụma, ya mere ha gakwuuru ya ma chọọ site n'aka ya ịmata ma Onye-nwe ọ chọrọ ka ha gaa n'ime ọzara ahụ ịchọ ụmụnne ha nwoke, ndị nke ndị Leman dọkpụrụworo n'agha.

6 Ma o wee ruo na Alma [a]jụtara Onye-nwe gbasara ihe ahụ. Ma Alma laghachịrị ma sị ha: Lee, ndị Leman ga-agafe osimiri Saịdọn na ndịda-ndịda ọzara ahụ, ebe dị anya n'ofe oke-ala nile nke ala nke Mantaị ahụ. Ma lee, n'ebe ahụ ka unu ga-ezute ha, n'akụkụ ọwụwa-anyanwụ nke osimiri Saịdọn, ma n'ebe ahụ Onye-nwe ga-enyefe unu ụmụnne unu nwoke ndị ndị Leman dọkpụrụworo n'agha.

7 Ma o wee ruo na Zorọm na ụmụ nwoke ya gafere osimiri Saịdọn ahụ, kpọrọ ndị-agha ha nile, ma zọrọ ije pụọ ofe oke-ala nile nke Mantaị baa n'ime ndịda-ndịda ọzara ahụ, nke dị n'akụkụ ọwụwa-anyanwụ nke osimiri Saịdọn ahụ.

8 Ma ha bịakwasịrị ndị-agha nile nke ndị Leman, ma ndị Leman ka agbasasịrị ma chụba n'ime ọzara ahụ; ma ha kpọọrọ ụmụnne ha nwoke ndị nke ndị Leman dọkpụrụworo n'agha, ma o nweghị otu mkpụrụ-obi n'ime ha fuworo na ndị adọkpụụrụ n'agha. Ma ụmụnne ha nwoke kpọtara ha inwere ala nke aka ha nile.

9 Ma otu a afọ nke iri na otu nke ndị-ikpe gwụchara, ndị Leman ebe achụpụworo ha site n'ala ahụ, ma ndị nke Amọnaịha ka e [a]bibiri; e, mkpụrụ-obi ọbụla nke ndị Amọnaịha [b]ebibiri ya, na kwa nnukwu obodo-ukwu ha, nke ha sịrị na Chineke enweghị ike ibibi, n'ihi ịdị ukwuu ya.

10 Mana lee, [a]n'otu ụbọchị a hapụrụ ya ka ọtọgbọrọ n'efu; ma ozu nile ndị ahụ ka nkịta nile na anụ-ọhịa nke ọzara ahụ dọriri.

11 Otu o sila dị, mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị arụ ha nwụrụ-anwụ ka akwakọtara n'elu iru nke ụwa, ma e kpuchịrị ha jiri ihe mkpuchi n'emighị emi. Ma ugbua oke nnukwu ka isi sitere na ya dị nke mere na ndị

3*a* Alma 9:18.
6*a* Alma 43:23–24.
9*a* Alma 8:16; 9:18–24; Mọm 6:15–22.
*b* Alma 25:1–2.
10*a* Alma 9:4.

ahụ abanyeghị inweta ala nke Amọnaịha ahụ ruo ọtụtụ afọ. Ma a kpọrọ ya Ọtọgbọrọ n'efu nke ndị Niho; n'ihi na ha bụ ndị okwukwe nke [a]Niho, ndị e gburu egbu; ma ala ha nile tọgbọrọgidere n'efu.

12 Ma ndị Leman abịaghịkwa ọzọ n'ịlụ agha megide ndị Nifaị wee ruo n'afọ nke iri na anọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe nye ndị nke Nifaị. Ma otu a ruo afọ atọ ka ndị nke Nifaị nwere udo esepụghị aka n'ala ahụ nile.

13 Ma Alma na Amiulek gaghariri na-ekwusa ncheghari nye ndị ahụ n'ime [a]temple ha nile, na n'ime ebe mgbaba ha nile dị nsọ, na kwa n'ime [b]ụlọnzukọ ha nile, nke a rụrụ n'ụdị usoro nke ndị Juu.

14 Ma ka ha ra bụ ndị ga-anụ okwu ha nile, ha ka ha kwusaara okwu nke Chineke, [a]n'enweghị ile mmadụ anya n'ịrụ esepụghị-aka.

15 Ma otu a ka Alma na Amiulek siri gaghariạ, na kwa ọtụtụ ndị ọzọ ndị ahọpụtaworo maka ọrụ ahụ, ikwusa okwu ahụ n'akụkụ ala ahụ nile. Ma nhiwe nke nzukọ-nsọ ahụ zuru-oke n'akụkụ ala ahụ nile, na mpaghara nile gburu-gburu, n'etiti ndị nile nke ndị Nifaị.

16 Ma [a]enweghị ahaghị-n'otu n'etiti ha; Onye-nwe wụpụtara Mụọ ya n'elu iru nile nke ala ahụ ịkwado [b]obi nile nke ụmụ nke mmadụ, ma-ọbụ idozi obi ha nile ịnabata okwu ahụ nke a ga-akụzi n'etiti ha n'oge nke ọbịbịa ya—

17 Ka ha ghara imesi obi ha ike megide okwu ahụ, ka ha ghara ịbụ ndị na-ekweghị-ekwe, ma gaba ruo mbibi, kama ka ha nwe ike nabata okwu ahụ n'ọñụ, ma dịka otu [a]ngalaba ka anyakụdo ha n'ime ezi [b]osisi vine ahụ, ka ha nwee ike baa n'ime [c]izu-ike nke Onye-nwe Chineke ha.

18 Ugbua [a]ndị nchụ-aja nile ahụ ndị gaghariri n'etiti ndị ahụ kwusara ozi-ọma megide ikwu okwu ụgha nile, na [b]nrafu nile, na [c]ntaji-anya nile, na esemokwu nile, na echiche ọjọọ, ikwu okwu ọjọọ nile, na izu ori, ịnapụ mmadụ ihe ya n'ike, ịpụnara ihe, igbu mmadụ, ịkwa-iko, na ụdị ọchịchọ nke anụ arụ nile, na-ebe na ihe ndị a nile ekwesịghị ịdị otu ahụ—

19 Ikwulite ihe nile ndị gaabịariri na nso-nso; e, ikwulite [a]ọbịbịa nke Ọkpara Chineke, ahụhụ ya nile na ọnwụ, na kwa mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ.

20 Ma ọtụtụ n'ime ndị ahụ jụtara gbasara ebe Ọkpara nke Chineke ga-abịa; ma akụziiri ha na ọ [a]ga-egosị onwe ya nye ha mgbe o [b]sịworo n'ọnwụ bilie;

11*a* Alma 1:15; 24:28–30.
13*a* 2 Nif. 5:16.
*b* Alma 21:4–6, 20.
14*a* Alma 1:30.
16*a* Mosa. 18:19–29; 4 Ne. 1:3.
*b* ngan Obi Tiwara Etiwa.
17*a* Jekọb 5:24.
*b* ngan Ubi Vine nke Onye-nwe.
*c* Alma 12:37; 13:10–13.
18*a* Alma 15:13.
*b* ngan Duhie, Nduhie, Nghọgbu.
*c* ngan Ntaji-anya.
19*a* ngan Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
20*a* 2 Nif. 26:9; 3 Nif. 11:7–14.
*b* 1 Nif. 12:4–6.

ma nke a ka ndị ahụ nụrụ na nnukwu ọñụ na obi-ụtọ.

21 Ma ugbua mgbe ehiwewo-
ro nzukọ-nsọ ahụ n'akụkụ ala ahụ nile—ebe enwetaworo [a]mmeri ahụ emeriri ekwensu, na okwu Chineke ahụ a na-ekwusa n'ịdị ọcha ya n'ala ahụ nile, na Onye-nwe na-awụpụta ngọzi ya nile wụkwasị ndị ahụ—otu a ka afọ nke iri na anọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe nile siri gwụchaa nye ndị nke Nifaị.

---

Nkọwasị nke ụmụ nwoke nile nke Mosaịa, ndị jụrụ ihe nile ruuru ha n'ala-eze ahụ maka okwu Chineke ahụ, ma galite ruo ala nke Nifaị ikwusa ozi-ọma nye ndị Leman; ahụhụ ha nile na nnapụta ha—dịka akụkọ-ndekọta nke Alma siri dị.

*Mejupụtara isi 17 ruo isi 27 e tinyekọtara.*

## ISI 17

*Ụmụ Mosaịa ndị nwoke nwere mụọ nke ibu-amụma na nke mkpughe—Ha gara ụzọ dị iche iche nke onwe ha ikwupụta okwu ahụ nye ndị Leman—Amọn wee gaa ala nke Ịshmel ma ghọọ nwa-oru nke Eze Lamonaị—Amọn wee zọpụta igwe-atụrụ nile nke eze ahụ ma wee gbuo ndị iro ya nile na mmiri nke Sibọs. Ama-okwu nile nke 1 ruo 3, ihe dịka n'afọ 77 tutu amụọ Kraịst; ama-okwu nke 4, ihe dịka n'afọ 91 ruo 77 tutu amụọ Kraịst; na ama-okwu nile nke 5 ruo 39, ihe dịka n'afọ 91 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na dịka Alma na-aga njem site n'ala nke Gịdiọn ndịda-ndịda, pụọ gaba n'ala nke Mantaị, lee, n'ịtụ-
n'anya ya, o [a]zutere [b]ụmụ nwo-
ke nke Mosaịa na-aga njem chee iru n'ala nke Zarahemla.

2 Ugbua ụmụ nwoke nke
Mosaịa a nọ, ha na Alma n'oge mụọ-ozi ahụ [a]pụtakwutere ya mbụ; ya mere Alma ñụrịrị ọñụ karịa n'ịhụ ụmụnne ya nwoke; ma ihe tinyere karịa n'ọñụ ya, ha ka bụ kwa ụmụnne ya ndị nwoke n'ime Onye-nwe; e, ma ha agbasịwo ike na mmata nke ezi-okwu; n'ihi ha bụ ndị nwo-
ke nwere nghọta siri ike ma ha [b]enyochasịwọrịị akwụkwọ-nsọ ike, ka ha wee mata okwu nke Chineke.

3 Mana nke a abụghị ihe nile;
ha enyewọrịị onwe ha na ikpe nnukwu ekpere, na [a]ibu ọñụ; ya mere ha nwere mụọ nke ibu-amụma, na mụọ nke mkpughe, ma mgbe ha [b]kuziri nkuzi, ha kuziri jiri ike na ikike nke Chineke.

4 Ma ha anọworịị na-akụzi
okwu nke Chineke ruo afọ iri na anọ n'etiti ndị Leman, ebe ha nweworo nnukwu inweta [a]ihe ha na-achọ [b]n'iweta ọtụtụ na

21*a* Alma 15:17.
**17** 1*a* Alma 27:16.
*b* Mosa. 27:34.
2*a* Mosa. 27:11–17.
*b* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
3*a* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ; Ekpere.
*b* NGAN Kụzie, Onye Nkụzi—I jiri Mụọ na-akụzi.
4*a* Alma 29:14.
*b* NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma.

mmata nke ezi-okwu ahụ; e, site
n'ike nke okwu ha nile ọtụtụ
ka a kpọtara n'iru ebe nchụ-aja
nke Chineke, ịkpọku aha ya
ma [c]kwupụta mmehie ha nile
n'iru ya.
5 Ugbua ndị a bụ ọnọdụ nile
ndị bịakwutere ha n'ịga njem
ha nile, n'ihi na ha nwere ọtụtụ
mkpagbu; ha tara nnukwu ahụ-
hụ, ma n'arụ ma n'echiche, dịka
agụụ, akpịrị ịkpọ-nkụ na ịda
mba, na kwa nnukwu [a]ịrụ ọrụ
n'ime mụọ.
6 Ugbua ndị a bụ ịga njem
ha nile: Ebe ha [a]hapụworo nna
ha, Mosaịa, n'afọ nke mbụ nke
ndị-ikpe; ebe ha [b]jụworo ala-eze
ahụ nke nna ha chọsịrị ike
inyekwasị ha, na kwa nke a bụ
obi nile nke ndị ahụ;
7 Otu o sila dị ha pụrụ site
n'ala nke Zarahemla, ma were
mma-agha ha nile, na arọ ha
nile, na ụta ha nile, na akụ ha
nile, na ébè ha nile; ma nke a ka
ha mere ka ha nwe ike chọtara
onwe ha ihe-oriri oge ha ga-anọ
n'ime ọzara ahụ.
8 Ma otu a ha pụrụ baa n'ime
ọzara ahụ ha na ndị ọzọ ndị ha
họrọworo, ịgalite ruo ala nke
Nifaị ahụ, ikwusa okwu nke
Chineke nye ndị Leman.
9 Ma o wee ruo na ha gara
njem ọtụtụ ụbọchị n'ime ọzara
ahụ, ma ha buru nnukwu ọñụ
ma [a]kpee nnukwu ekpere ka
Onye-nwe wee nye ha oke
nke Mụọ ya ka o soro ha gaa,
ma nọnyere ha, ka ha wee
bụrụ [b]ngwa-ọrụ n'aka nile nke
Chineke iweta, ma ọbụrụ na o
kwere mee, ụmụnne ha ndịkom,
ndị Leman, n'ọmụma nke ezi-
okwu ahụ, n'ọmụma nke ajọọ-
omume nke [c]omenala ahụ nile
nke ndị nna ha, ndị na-adịghị
mma.
10 Ma o wee ruo na Onye-nwe
[a]letara ha jiri [b]Mụọ ya, ma sị
ha: Nwee nụ [c]nkasi-obi. Ma ha
nwere nkasi-obi.
11 Ma Onye-nwe sịkwara ha:
Gagharịa n'etiti ndị Leman,
ụmụnne unu nwoke, ma hiwe
okwu m; ma unu ga-enwe [a]ndi-
di n'ime ogologo ntachi-obi na
mkpagbu nile, ka unu wee gosi-
pụta ezigbo ihe ịma-atụ nile nye
ha n'ime m, ma a ga m eji unu
mee ngwa-ọrụ n'aka m abụọ ruo
n'ịgbapụta ọtụtụ mkpụrụ-obi.
12 Ma o wee ruo na obi nile
nke ụmụ-nwoke Mosaịa, na kwa
ndị ahụ nke ha na ha nọ, jiri
agbam-ume ịga n'iru ruo ndị
Leman ikwupụtara ha okwu
Chineke ahụ.
13 Ma o wee ruo mgbe ha
ruteworo n'oke-ala nile nke ala
ndị Leman, na ha [a]kewara onwe
ha ma pụọ otu site n'ebe ibe ya
nọ, na-atụkwasị-obi n'ime Onye-
nwe na ha ga-ezukọ ọzọ na
mmechi nke [b]owuwe-ihe-ubi ha;
n'ihi na ha chere na nnukwu ka
ọrụ ahụ dị nke ha nakwereworo.

4*c* NGAN Kwupụta, Nkwupụta.
5*a* Alma 8:10.
6*a* Mosa. 28:1, 5–9.
*b* Mosa. 29:3.
9*a* Alma 25:17.
NGAN Ekpere.
*b* Mosa. 23:10; Alma 26:3.
*c* Alma 3:10–12.
10*a* OznỌd. 5:16.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* Alma 26:27.
11*a* Alma 20:29.
NGAN Ndidi.
13*a* Alma 21:1.
*b* Mat. 9:37.

14 Ma n'ezie ọ dị ukwuu, n'ihi na ha anakwerewo ikwusa okwu nke Chineke nye ndị a [a]na-azụghị-azụ na ndị mesịrị obi ha ike na ndị dị egwụ; ndị nwere mmasị n'igbu ndị Nifaị, na izu-ori na ịpụnara ha ihe; ma obi ha nile ka ha tinyere n'elu akụ na ụba nile, ma-ọbụ n'elu ọla-edo na ọla ọcha, na okwute nile dị oke ọñụ ahịa; ma na ha chọrọ inweta ihe ndị a nile site n'igbu mmadụ na ịpụnara ihe, ka ha ghara ịrụ ọrụ maka ha jiri aka nke onwe ha.

15 Otu a ha bụụrụ ndị umengwụ, ọtụtụ n'ime ha ndị naefe arụsị, ma [a]ọbụbụ-ọnụ nke Chineke adakwasịwo ha n'ihi [b]omenala nile nke ndị nna ha; na-agbanyeghị nkwa nile nke Onye-nwe ka esetịrị ka o ruo ha n'ọnọdụ nke ncheghari.

16 Ya mere, nke a bụ ihe [a]kpatara ụmụ nwoke nke Mosaịa nakwereworo ọrụ ahụ, na eleghịanya ha nwere ike ịkpọta ha na ncheghari; na eleghị-anya ha nwere ike ịkpọta ha n'ịmata maka atụmatụ nke mgbapụta.

17 Ya mere ha kewara onwe ha otu site n'ebe ibe ya nọ, ma gagharịa n'etiti ha, nwoke ọbụla nanị ya, dịka okwu ahụ na ike nke Chineke nke e nyere ya siri dị.

18 Ugbua Amọn ebe ọ bụ onyeisi n'etiti ha, ma-ọbụ n'ụzọ ọzọ ọ na-elekọta ha, ma ọ pụrụ site n'ebe ha nọ, mgbe ọ [a]gọzisịworo ha dịka otu ọnọdụ ha nile siri dị, ebe ọ gwaworo ha okwu Chineke, ma-ọbụ gọziwo ha tutu ọpụpụ ya; ma otu a ha weere njem ha dị iche iche n'akụkụ ala ahụ nile.

19 Ma Amọn gara n'ala nke [a]Ịshmel, ala ahụ ebe a na-akpọ ya aha ụmụ nwoke nke Ịshmel, ndị nke ghọkwara ndị Leman.

20 Ma dịka Amọn banyere ala nke Ịshmel, ndị Leman kpọọrọ ya ma kee ya agbụ, dịka o siri buru omenala ha ike ndị Nifaị nile dabatara n'aka ha agbụ, ma bụga ha n'iru eze; ma otu a a hapụrụ ya na mmasị nke eze ahụ igbu ha, ma-ọbụ idebe ha na ndọkpụ n'agha, ma-ọbụ ịtụba ha n'ime ụlọ mkpọrọ, ma-ọbụ ịchụpụ ha site n'ala ya, dịka ọchịchọ na mmasị ya siri dị.

21 Ma otu a Amọn ka e bụgara n'iru eze ahụ onye na-achị ala nke Ịshmel; ma aha ya bụ Lamonaị; ma-ọbụ onye agbụrụ nke Ịshmel.

22 Ma eze ahụ jụrụ Amọn ma-ọbụ ọchịchọ ya ibi n'ala ahụ n'etiti ndị Leman, ma-ọbụ n'etiti ndị ya.

23 Ma Amọn sịrị ya: E, achọrọ m ibi n'etiti ndị a na nwa oge; e, ma eleghị-anya wee ruo ụbọchị m nwụrụ.

24 Ma o wee ruo na eze Lamonaị nwere nnukwu mmasị n'ebe Amọn nọ, ma mee ka atọpụ agbụ ya nile; ma o wee chọọ ka Amọn kpọrọ otu nwaada ya ka nwunye.

25 Mana Amọn sịrị ya: E-e, kama a ga m abụ nwa-oru gị. Ya mere Amọn ghọrọ nwa-oru

14*a* Mosa. 10:12.
15*a* Alma 3:6–19; 3 Nif. 2:15–16.
*b* Alma 9:16–24; 18:5.
16*a* Mosa. 28:1–3.
18*a* NGAN Gọzie, Gọziri, Ngọzi.
19*a* 1 Nif. 7:4–6.

nye eze Lamonaị. Ma o wee ruo na edunyere ya n'etiti ụmụ-oru ndị ọzọ iche igwe-atụrụ nile nke Lamonaị, dịka omenala nke ndị Leman siri dị.
26 Ma mgbe ọ nọworo n'ozi nke eze ahụ ụbọchị atọ, dịka ọ nọ ya na ụmụ-oru ndị Leman ahụ na-agaghari ha na igwe-atụrụ ha gaa n'ebe mmiri dị, nke a na-akpọ mmiri nke Sibọs, ma ndị Leman nile na-eduta igwe-atụrụ ha nile n'ebe a, ka ha wee nweta mmiri —
27 Ya mere, dịka Amọn na ụmụ-oru nile nke eze ahụ na-eduga igwe-atụrụ ha nile n'ebe a mmiri dị, lee, otu ọnụ-ọgụgụ nke ndị Leman, ndị nọworọrịị ha na igwe-atụrụ ha na mmiri, guzoro ma gbasasịa igwe-atụrụ nile nke Amọn na ụmụ-oru nile nke eze ahụ, ma ha gbasasịrị ha oke nnukwu nke mere na ha gbafuru ọtụtụ ebe nile.
28 Ugbua ụmụ-oru nile nke eze ahụ malitere ịtamu, na-asị: Ugbua eze ahụ ga-egbu anyị, dịka ọ meworo ụmụnne anyị nwoke n'ihi na igwe-atụrụ ha ka agbasasịrị site n'ajọọ-omume nke ndịkom a. Ma ha malitere ịkwa akwa karịa, na-asị: Lee, igwe-atụrụ anyị nile ka agbasasịworọrịị.
29 Ugbua ha kwara akwa n'ihi egwu na aga-egbu ha. Ugbua mgbe Amọn hụrụ nke a obi ya wee zaa n'ime ya site n'ọñụ; n'ihi na, o kwuru, A ga m egosịpụta ike m nye ụmụ-oru ibem ndị a, ma-ọbụ ike ahụ nke dị n'ime m, n'ịkpọghachị igwe-atụrụ nile ndị a nye eze ahụ, ka m wee nweta obi nile nke ndị oru ibe m nile ndị a, ka m wee dụba ha n'ikwere n'okwu m nile.
30 Ma ugbua, ndị a bụ echiche nile nke Amọn, mgbe ọ hụrụ mkpagbu nile nke ndị ahụ ọ kpọrọ ụmụnne ya nwoke.
31 Ma o wee ruo na o kwagidere ha site n'okwu ya nile, na-asị: Ụmụnne m nwoke, nwee nụ obi-ụtọ ma ka anyị gaa chọọ igwe-atụrụ ndị ahụ, ma anyị ga-achịkọta ha ọnụ ma weghachi ha azụ n'ebe ahụ mmiri dị, ma otu a anyị ga-echekwa igwe-atụrụ nile ahụ nye eze ahụ ma ọ gaghị egbu anyị.
32 Ma o wee ruo na ha gara ịchọ igwe-atụrụ ahụ, ma ha soro Amọn, ma ha gara ọsọ-ọsọ jiri nnukwu ime ngwa-ngwa na gafe igwe-atụrụ nke eze ahụ n'iru, ma kpọkọta ha ọnụ ọzọ n'ebe ahụ mmiri dị.
33 Ma ndịkom ahụ guzoro ọzọ ịchụsasị igwe-atụrụ ha nile; mana Amọn sịrị ụmụnne ya nwoke: Gbaanụ igwe-atụrụ ahụ gburu-gburu ka ha ghara ịgbafu; ma ka m gaa ma lụọ ọgụ mụ na ndịkom a na-achụsasị igwe-atụrụ anyị nile.
34 Ya mere, ha mere dịka Amọn nyere ha n'iwu, ma ọ garuru ma guzoro ịlụ ọgụ ya na ndị ahụ guzoro n'akụkụ mmiri nile nke Sibọs; ma ha dị n'ọnụ-ọgụgụ ọbụghị ole na ole.
35 Ya mere ha atụghị Amọn egwu, n'ihi na ha chere na otu n'ime ndịkom ha nwere ike igbu ya dịka o siri masị ha, n'ihi na ha amataghị na Onye-nwe ekwewo

Mosaịa nkwa na ọ [a]ga-anapụta
ụmụ ya nwoke site n'aka ha
nile; ọbụghị ma ha matara ihe
ọbụla gbasara Onye-nwe; ya
mere ha nwere mmasị na mbibi
nke ụmụnne ha nwoke; ma
n'ihi nke a ha guzoro ịchụsasị
igwe-atụrụ nile nke eze ahụ.
36 Mana [a]Amọn guzogidere
ma malite ịtụ ha okwute jiri ébè
ya; e, jiri nnukwu ike ọ gbara
okwute n'etiti ha; ma otu a o
gburu [b]ụfọdụ ọnụ-ọgụgụ n'ime
nke mere na ha malitere inwe
ịtụ-n'anya n'ike ya; otu o sila
dị ha were iwe n'ihi ọgbụgbu
nke ụmụnne ha nwoke, ma ha
emewo mkpebi na ọ ga-ada;
ya mere, ebe ha hụrụ na ha
enweghị ike [c]ịtụta ya okwute ha
nile, ha bịaruru jiri okpiri nile
igbu ya.
37 Mana lee, nwoke ọbụla nke
welitere okpiri ya ịkụ Amọn, o
jiri mma-agha ya gbubipụ aka
ha; n'ihi na ọ nagidere ọkụkụ
ha nile site n'iji iru mma agha
ya kụọ aka ha nile, nke mere na
ha malitere inwe ịtụ-n'anya,
ma malite ịgbafu n'iru ya; e, ma
ha adịghị ole na ole n'ọnụ-ọgụ-
gụ; ma o mere ka ha gbafuo site
n'ume nke aka ya.
38 Ugbua isii n'ime ha adawọ-
rịị site n'ébè ahụ, mana o gbughị
onye ọbụla ma ọbụghị nanị
onye-ndu ha jiri mma agha ya;
ma o gbubipụrụ ka ha ra bụ aka
ha nile nke ewelitere megide ya,
ma ha adịghị ole na ole.
39 Ma mgbe ọ chụmiworo ha
ébè dị anya, ọ laghachiri ma ha
nyere igwe-anụ ha nile mmiri
ma kpọghachị ha ebe ịta-ahihịa
nke eze ahụ, ma mgbe ahụ gaba-
kwuru eze ahụ, buru aka nile
ahụ nke ebepụworo site na mma-
agha nke Amọn, nke ndị ahụ
chọrọ igbu ya; ma ebubagaruru
ha eze ahụ dịka ihe mgba-ama
nke ihe nile ndị ha meworo.

## ISI 18

*Eze Lamonaị wee chee na Amọn bụ Nnukwu Mụọ ahụ—Amọn wee kuziere eze ahụ maka Okike, maka mmekọrịta nile nke Chineke na ndị mmadụ, na maka mgbapụta ahụ nke na-abịa site na Kraịst—Lamonaị wee kwere ma daa n'ala dịka ọ nwụwo. Ihe dịka n'afọ 90 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na eze Lamonaị
mere ka ụmụ-oru ya nile guzo-
ro ma gbaa ama maka ihe nile
nke ha hụworo gbasara ihe ahụ.
2 Ma mgbe ha nile gbaworo
ama maka ihe nile ndị ha hụ-
woro, ma ọ mụtaworịị maka
ikwesị-ntụkwasị-obi nke Amọn
n'ichekwa igwe-atụrụ ya nile, na
kwa maka nnukwu ike ya n'ịlụ
ọgụ megide ndị ahụ chọrọ igbu
ya, ọ tụrụ ya n'anya karịa, ma sị:
N'ezie, nke a karịrị otu nwoke.
Lee, nke a ọbụghị Nnukwu Mụọ
onye na-ezite ụdị nnukwu nta-
ram-ahụhụ nile n'arụ ndị a,
n'ihi igbu mmadụ ha nile?
3 Ma ha zara eze ahụ, ma sị:
Ma ọ bụ Nnukwu Mụọ ahụ
ma-ọbụ otu nwoke, anyị ama-
ghị; ma na nke ha otu a ka anyị
matara, na ndị-iro nile nke eze

35*a* Mosa. 28:7; Alma 19:22–23.
36*a* Ita 12:15.
*b* Alma 18:16.
*c* Alma 18:3.

ahụ nile [a]enweghị ike igbu ya;
ọbụghị ma ha nwere ike ịchụsa-
sị igwe-atụrụ nile nke eze ahụ
mgbe ọ na-anọnyere anyị, n'ihi
ọkachamara na nnukwu ume
ya; ya mere, anyị matara na ọ
bụ enyi nke eze ahụ. Ma ugbua,
O eze, anyị ekweghị na otu
nwoke nwere nnukwu ike ha
otu a, n'ihi na anyị matara na
enweghị ike igbu ya.
4 Ma ugbua, mgbe eze nụrụ
okwu ndị a nile, ọ sịrị ha: Ugbua
a matara m na ọ bụ Nnukwu
Mụọ ahụ; ma ọ rịdatawo n'oge
nke a ichekwa ndụ unu nile,
ka m wee ghara [a]igbu unu dịka
m mere ụmụnne unu nwoke.
Ugbua nke a bụ Nnukwu Mụọ
ahụ nke nna anyị ha kwuworo
maka ya.
5 Ugbua nke a bụ omenala nke
Lamonaị, nke ọ nataworo site
n'aka nna ya, na enwere otu
[a]Nnukwu Mụọ. Na-agbanyeghị
ha kwere na otu Nnukwu Mụọ,
ha chere na ihe ọbụla ha mere
dị mma; otu o sila dị, Lamonaị
malitere ịtụ-egwu karịa, jiri
egwu na eleghị anya o mewọrị
ihe ọjọọ n'igbu ụmụ-oru ya.
6 N'ihi na o gbuworịị ọtụtụ
n'ime ha n'ihi na ụmụnne ha
nwoke achụsasịwọ igwe-atụrụ
ha nile n'ebe ahụ mmiri dị; ma
otu a, n'ihi na ha a chụsasịwọ
igwe-atụrụ ha nile e gburu ha.
7 Ugbua ọ bụ ihe ndị Leman a
na-eme iguzoro n'akụkụ mmiri
nile nke Sibọs ịchụsasị igwe-
atụrụ nile nke ndị ahụ, na site
n'ebe ahụ ha ga-achịrị ọtụtụ
ndị achụsasịworo baa n'ala nke
ha, ebe ọ bụ ihe ha na-eme nke
mpụnara dị n'etiti ha.
8 Ma o wee ruo na eze
Lamonaị jụrụ ụmụ-oru ya nile,
na-asị: Olee ebe nwoke ahụ nke
nwere Ụdị nnukwu ike ahụ nọ?
9 Ma ha sịrị ya: Lee, ọ na-enye
ịnyịnya gị nile nri. Ugbua eze
ahụ enyewọrịị ụmụ-oru ya nile
iwu, tutu o ruo oge inye igwe-
atụrụ ha mmiri, ka ha wee kwa-
do ịnyịnya ya nile na ụgbọ-ala
ya nile, ma duga ya n'ala nke
Nifaị; n'ihi na enwewọrịị nnu-
kwu oriri eyiri n'ala nke Nifaị,
site n'aka nna Lamonaị, onye
bụ eze n'ala ahụ nile.
10 Ugbua mgbe eze Lamonaị
nụrụ na Amọn na-akwado ịnyị-
nya ya nile na ụgbọ-ala ya nile ọ
tụrụ ya n'anya karịa, n'ihi ikwe-
si-ntụkwasị-obi nke Amọn, na-
asị: N'ezie enwebeghị nwa-oru
ọbụla n'etiti ụmụ-oru m nile
nke dịrịla ikwesi ntụkwasị
obi dịka nwoke nke a; n'ihi na
ọbụna ọ na-echeta iwu m nile
na-edebe ha.
11 Ugbua a matara m n'ezie na
nke a bụ Nnukwu Mụọ ahụ, ma
a ga m achọ ya ka ọ batakwute
m, mana a nwaghị m anwa.
12 Ma o wee ruo na mgbe
Amọn jikeworo ịnyịnya nile ahụ
na ụgbọ-ala nye eze ahụ na
ụmụ-oru ya nile, ọ bakwugara
eze ahụ, ma ọ hụrụ na mbara iru
nke eze ahụ gbanwere; ya mere
ọ chọrọ ịlaghachi si n'iru ya pụọ.
13 Ma otu n'ime ụmụ-oru eze
ahụ sịrị ya, Rabbana, nke bụ ma
asụgharịa ya, o si-ike ma-ọbụ
nnukwu eze, ebe ha na-ewere

**18** 3*a* Alma 17:34–38.
4*a* Alma 17:28–31.
5*a* Alma 19:25–27.
NGAN Chineke,
Chi-ukwu.

ndị eze ha nile ịbụ ndị siri ike;
ma otu a ọ sịrị ya: Rabbana, eze
ahụ chọrọ ka ịnọdụ.
14 Ya mere Amọn tụgharịrị
onwe ya n'ebe eze ahụ nọ, ma sị
ya: Gịnị ka ị chọrọ ka m mere gị,
O eze? Ma eze ahụ azaghị ya ruo
ohere nke otu awa, dịka oge nke
ha, n'ihi na ọ maghị ihe ọ ga-
agwa ya.
15 Ma o wee ruo na Amọn
sị kwara ya ọzọ: Gịnị ka ị
chọrọ n'aka m? Mana eze ahụ
azaghị ya.
16 Ma o wee ruo na Amọn, ebe
o jupụtara na Mụọ nke Chineke,
ya mere ọ matara [a]echiche nile
nke eze ahụ. Ma ọ sịrị ya: Ọ bụ
n'ihi na Ị nụwo na m chekwara
ụmụ-oru gị na igwe-atụrụ gị
nile, ma gbuo ụmụnne ha nwo-
ke asaa jiri ébè na jiri mma agha,
ma bepụ aka ndị nke ọzọ nile, ka
m wee chekwa igwe-atụrụ gị
nile na ụmụ-oru gị; lee, ọ bụ nke
a kpatara oke ịtụ-n'anya gị nile?
17 Asị m gị, ọbụ gịnị, ka oke
ịtụ-n'anya gị jiri dị ukwuu otu
a? Lee, abụ m nwoke, ma abụ m
nwa-oru gị; ya mere, ihe ọbụla
Ị chọrọ nke dị mma, nke ahụ
ka m ga-eme.
18 Ugbua mgbe eze ahụ nụ-
woro okwu ndị a nile, ọ tụrụ ya
n'anya ọzọ, n'ihi na ọ hụrụ na
Amọn nwere ike [a]ịgụta echiche
ya nile; mana na-agbanyeghị nke
a, eze Lamonaị meghepụrụ ọnụ
ya, ma sị ya: Onye ka Ị bụ? Ọbụ
gị bụ Nnukwu Mụọ ahụ, onye
[b]mazuru ihe nile?
19 Amọn zara ma sị ya: Abụ-
ghị m ya.
20 Ma eze ahụ sịrị: Olee otu
i siri mata echiche nile nke obi
m? I nwere ike ikwu n'enweghị
egwu, ma gwa m gbasara ihe
ndị a nile; na kwa gwa m site
n'ike gịnị ka I gburu ma bepụ
aka nile nke ụmụnne m nwoke
ndị chụsasịrị igwe-atụrụ m
nile—
21 Ma ugbua, ọbụrụ na ị
ga-agwa m gbasara ihe ndị a
nile, ihe ọbụla ị chọrọ a ga m
enye gị; ma ọbụrụ na a chọrọ,
a ga m eche gị jiri ndị-agha m
nile; mana a matara m na I siri
ike karịa ha nile; otu o sila dị,
ihe ọbụla Ị chọrọ n'aka m a ga
m enye gị ya.
22 Ugbua Amọn ebe ọ ma ihe,
ma na ọdịghị eme mmadụ ihe
ọjọọ, ọ sịrị Lamonaị: Ị ga-aña
ntị n'okwu m nile, ọbụrụ na m
gwa gị site n'ike gịnị m mere
ihe ndị a nile? Ma nke a bụ ihe
m chọrọ n'aka gị.
23 Ma eze ahụ zara ya, ma
sị: E, aga m e kwere okwu gị
nile. Ma otu a ejidere ya site
n'aghụghọ.
24 Ma Amọn malitere ịgwa
ya okwu [a]n'enweghị egwu, ma
sị ya: I kwere na e nwere otu
Chineke?
25 Ma ọ zara, ma sị ya: Amata-
ghị m ihe nke ahụ pụtara.
26 Ma mgbe ahụ Amọn sịrị:
Ikwere na e nwere otu Nnukwu
Mụọ?
27 Ma ọ siri, E.
28 Ma Amọn sịrị: Nke a bụ
Chineke. Ma Amọn sịrị ya
ọzọ: I kwere na Nnukwu
Mụọ a, onye bụ Chineke, kere

16*a* Alma 12:3.
18*a* NGAN Igosipụta Ihe Di Iche, Onyinye nke.
*b* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
24*a* Alma 38:12.

ihe nile ndị dị n'elu-igwe na
n'elu ụwa?
29 Ma ọ sịrị: E, kwere m na o
kere ihe nile dị n'ụwa; mana a
mataghị m maka elu-igwe nile.
30 Ma Amọn sịrị ya: Elu-igwe
nile bụ ebe nke Chineke bị na
ndị mụọ-ozi ya nile dị nsọ.
31 Ma eze Lamonaị sịrị: Ọ dị
elu karịa ụwa?
32 Ma Amọn sịrị: E, ma ọ na-
eleda anya lekwasị ụmụ nke
mmadụ nile; ma ọ mazuru
[a]echiche nile na nzube nile nke
obi; n'ihi na site n'aka ya ka eke-
re ha nile site na mmalite ahụ.
33 Ma eze Lamonaị sịrị: E
kwere m ihe nile ndị a nke I
kwuworo. Ezitara gị site n'ebe
Chineke nọ?
34 Amọn wee sị ya: Abụ m
nwoke; ma [a]mmadụ na mmali-
te ka e kere n'ụdị oyiyi nke
Chineke, ma a kpọrọ m site na
Mụọ Nsọ [b]ikuziri ndị a ihe ndị
a nile, ka e wee weta ha n'ọmụ-
ma nke ihe ahụ nke zịrị ezi na
ezi-okwu;
35 Ma ụfọdụ nke [a]Mụọ ahụ bi
n'ime m, nke na-enye m [b]mmụ-
ta, na kwa ike dịka okwukwe m
na ọchịchọ m nile nke dị n'ime
Chineke siri dị.
36 Ugbua mgbe Amọn kwu-
woro okwu ndị a, ọ malitere na
okike nke ụwa, na kwa n'okike
nke Adam, ma gwa ya ihe nile
gbasara ọdịda nke mmadụ, ma
[a]kwugharịa ma tọgbọ n'iru ya
akụkọ-ndekọta nile na [b]akwụ-
kwọ-nsọ nile nke ndị ahụ, nke
[c]ndị-amụma nile kwuworo, ọbụ-
na gbada ruo n'oge nke nna ha,
Lihaị, hapụrụ Jerusalem.
37 Ma o kwugharịkwara nye
ha (n'ihi na ọ bụ nye eze ahụ na
nye ụmụ-oru ya nile) njem nile
nke ndị nna ha n'ime ọzara ahụ,
na ntaram-ahụhụ ha nile site
n'agụụ na akpịrị ịkpọ nku, na
ịrusi oru ike ha, na ihe ndị ọzọ.
38 Ma o kwugharịkwara nye
ha gbasara nnupụ-isi nile nke
Leman na Lemuel, na ụmụ nwo-
ke nile nke Ịshmel, e, nnupụ-isi
ha nile ka ọ kọọrọ ha; ma ọ
kọwadaruru ha ala akụkọ-nde-
kọta nile na akwụkwọ-nsọ nile
site n'oge ahụ nke Lihaị hapụru
Jerusalem gbada ruo oge ugbua.
39 Mana nke a abụghị ihe nile;
n'ihi na ọ kọwadaruru ha ala
[a]atụmatụ nke mgbapụta, nke a
kwadoro site na ntọ-ala nke ụwa;
ma o mekwara ka ha mata gba-
sara ọbịbịa nke Kraịst, na ọrụ
nile nke Onye-nwe ka o mere
ka ha mata.
40 Ma o wee ruo na mgbe o
kwusịworo ihe ndị a nile, ma
kọwadaruo ha ala nye eze ahụ,
na eze ahụ kwere okwu ya nile.
41 Ma ọ malitere itiku Onye-
nwe, na-asị: O Onye-nwe, mee
ebere; dịka uju [a]ebere gị nke I
meworo ndị nke Nifaị siri dị,
meere m, na ndị m.
42 Ma ugbua, mgbe o kwuworo

32*a* Emọs 4:13; 3 Nif. 28:6; OznỌd. 6:16.
34*a* Mosa. 7:27; Ita 3:13–16.
*b* NGAN Kụzie, Onye Nkụzi—I jiri Mụọ na-akụzi.
35*a* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.
*b* NGAN Mmata-ihe.
36*a* Mosa. 1:4; Alma 22:12; 37:9.
*b* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
*c* Ọlndoz. 3:18–21.
39*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
41*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.

nke a, ọ dara n'ala, dịka ọ nwụ-
rụ anwụ.
43 Ma o wee ruo na ụmụ-oru
ya kpọọrọ ya ma bubara ya
nwunye ya, ma dínaa ya n'elu
akwa-ụra; ma o dịnara dịka ọ
nwụrụ anwụ ruo ụbọchị abụọ
na abalị abụọ; ma nwunye ya,
na ụmụ ya nwoke, na ụmụ-ada
ya ruuru ya uju, n'ụdị usoro
nke ndị Leman, na-akwa akwa-
arịrị maka ofufu ya.

## ISI 19

*Lamonaị wee nata ìhè nke ndụ mgbe nile na-adigide ma wee hụ Onye-mgbapụta ahụ—Ezi na ụlọ ya wee daba n'ime ọnọdụ amaghị onwe, ma ọtụtụ ndị na-ahụ ndị mụọ-ozi—Amọn ka e chekwara n'ụzọ ịtụ n'anya—O wee mee ọtụtụ baptism ma wee hiwe otu nzukọ-nsọ n'etiti ha. Ihe dịka n'afọ 90 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mgbe ụbọchị
abụọ na abalị abụọ gasịrị ha
chọrọ iburu arụ ya ma tọgbọ ya
n'ime ili egwuru na nkume, nke
ha meworo maka ebum-n'obi
nke ili ndị ha nwụrụ anwụ.
2 Ugbua nwunye eze ahụ ebe
ọ nụworo maka ezi aha nke
Amọn, ya mere o zigara ma
chọọ ka ọ batakwute ya.
3 Ma o wee ruo na Amọn mere
dịka e nyere ya n'iwu, ma
banyekwuru nwunye eze ahụ,
ma chọọ ịmata ihe ọ chọrọ ka
ya mee.
4 Ma ọ sịrị ya: Ụmụ-oru di m
nile emewo ka m mata na Ị bụ
[a]onye-amụma nke Chineke dị
nsọ, ma na I nwere ike ịrụ ọtụtụ
nnukwu ọrụ nile n'aha ya;
5 Ya mere, ọbụrụ na nke a dị
otu ahụ, a chọrọ m ka Ị banye
ma hụ di m, n'ihi edịnawo ya
n'elu akwa-ụra ya nke a mere
ụbọchị abụọ na abalị abụọ; ma
ụfọdụ sị na ọ nwụbeghị, mana
ndị ọzọ na-asị na ọ nwụwo ma
na ọ na-esi ajọọ isi, ma na o kwe-
sịrị ka edebe ya n'ime ili; mana ọ
bụrụ maka mụ n'onwe m, n'u-
che m ọ dịghị esị ajọọ isi.
6 Ugbua, nke a bụ ihe Amọn
chọrọ, n'ihi na ọ matara na
eze Lamonaị nọrọ n'okpuru ike
nke Chineke; ọ matara na [a]ìhè
mkpuchi-iru gbara ọchịchịrị nke
ekweghị ekwe ka a na-ewepụ
site n'echiche ya, ma [b]ìhè ahụ
nke na-enye echiche ya ìhè,
nke bụ ìhè ebube nke Chineke,
nke bụ ìhè ịtụ-n'anya nke ịdị
mma ya—e, ìhè nke a ewebata-
wọrịị ọñụ dị ukwuu n'ime
mkpụrụ-obi ya, igwe ojii nke
ọchịchịrị ebe achụsasịworo
ya, ma na ìhè nke ndụ mgbe
nile na-adigide ka amụnyere
n'ime mkpụrụ-obi ya, e, ọ
matara na nke a akarịwo ụdịdị
arụ ya, ma akpọpụrụ ya n'ime
Chineke—
7 Ya mere, ihe nwunye eze ahụ
chọrọ n'aka ya bụ nanị ọchịchọ
ya. Ya mere, ọ bara ịhụ eze ahụ
dịka nwunye eze ahụ chọworo
ka o mee; ma ọ hụrụ eze ahụ, ma
ọ matara na ọ nwụghị anwụ.
8 Ma ọ sịrị nwunye eze ahụ:
Ọ nwụghị anwụ, kama ọ na-ara-
hụ ụra n'ime Chineke, ma n'echi

**19** 4*a* NGAN Onye-amụma.
6*a* 2 Ndị-Kọ 4:3–4. NGAN Akwa Mgbochi.
*b* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.

ya ọ ga-ebili ọzọ; ya mere unu
elikwala ya.
9 Ma Amọn sịrị ya: I kwere
nke a? Ma ọ sịrị ya: Enwebeghị
m onye-aka-ebe ma ọbụghị okwu
gị, na okwu nke ụmụ-oru anyị
nile; otu o sila dị e kwere m na
ọ ga-adị dịka i kwuuworo.
10 Ma Amọn sịrị ya: Ngọzi na-
adịrị gị n'ihi okwukwe gị karịrị
akarị; asị m gị, nwanyị, enwe-
beghị ụdị nnukwu [a]okwukwe a
n'etiti ndị nke ndị Nifaị nile.
11 Ma o wee ruo na o chere
akwa-ụra di ya nche, site n'oge
ahụ ọbụna wee ruo oge ahụ
n'echi ya nke Amọn họpụtawo-
ro na ọ ga-ebili.
12 Ma o wee ruo na o biliri,
dịka okwu nile nke Amọn siri
dị; ma dịka o biliri, o setịpụrụ
aka ya nye nwanyị ahụ, ma sị:
Ngọzi na-adịrị aha nke Chineke,
ma ngọzi na-adịrị gị.
13 N'ihi na dịka ọ bụ ezi-okwu
na ị na-adị ndụ, lee, ahụwo m
Onye-mgbapụta m; ma ọ ga-
abịarute, ma a [a]ga-amụta ya site
[b]n'otu nwanyị, ma ọ ga-agbapụ-
ta ụmụ-mmadụ nile ndị kwere
n'aha ya. Ugbua, mgbe o kwu-
woro okwu ndị a nile, obi ya
zara n'ime ya, ma o wee jiri ọñụ
daba kwa ọzọ; ma nwụnye-eze
ahụ darukwara ala, ebe Mụọ
ahụ kara ya ike.
14 Ugbua Amọn ebe ọ hụrụ
Mụọ nke Onye-nwe ahụ awụ-
pụtara dịka [a]ekpere ya nile n'arụ
ndị Leman siri dị, ụmụnne ya
nwoke, ndị bụworo ndị kpatara
oke nnukwu iru uju n'etiti
ndị Nifaị, ma-ọbụ n'etiti ndị nke
Chineke nile n'ihi ajọọ-omume
ha nile na [b]omenala ha nile, ọ
dara n'ikpere ya, ma malite
ịwụpụta obi ya n'ekpere na
inye Chineke ekele maka ihe o
meworo ụmụnne ya nwoke; ma
[c]ọñụ karịkwara ya ike; ma otu a
ha atọ nile [d]daruru n'ala ahụ.
15 Ugbua, mgbe ụmụ-oru nile
nke eze ahụ hụworo na ha
adawo, ha malitekwara itiku
Chineke, n'ihi na egwu nke
Onye-nwe abịakwasịwo kwa
ha, n'ihi na o bụ ha bụ [a]ndị
guzoroworo n'iru eze ahụ ma
gbaara ya ama gbasara nnu-
kwu ike nke Amọn.
16 Ma o wee ruo na ha kpọ-
kuru aha nke Onye-nwe, n'ike
ha, ọbụna wee ruo mgbe ha
nile daworo n'ala ahụ, ma
ọbụghị nanị otu n'ime ndịnyom
ndị Leman, onye aha ya bụ
Ebịsh, ebe agbanweworo ya nye
Onye-nwe ke mgbe ọtụtụ afọ,
n'ihi ncheta ọ́hụ̀ dị mkpa nke
nna ya —
17 Otu a, ebe agbanweworo
ya nye Onye-nwe, ma n'emetụ-
beghị ka amata maka ya, ya
mere, mgbe ọ hụrụ na ụmụ-oru
nile nke Lamonaị adawo n'ala,
na kwa nne ya ukwu, nwunye
eze, na eze ahụ, na Amọn dịna-
ra larịị n'ala ahụ, ọ matara na
ọ bụ ike nke Chineke; ma ebe o
chere na nke a bụ ohere ọma,

10*a* Luk 7:9.
NGAN Okwukwe.
13*a* NGAN Jisus Kraịst—
Ibu-amụma nile
banyere ọmụmụ na
ọnwụ nke Jisus
Kraịst.
*b* 1 Nif. 11:13–21.
14*a* OznỌd. 42:14.
*b* Mosa. 1:5.
*c* NGAN Ọ́hụ̀.
*d* Alma 27:17.
15*a* Alma 18:1–2.

site na-ime ka ndị ahụ mata
ihe meworo n'etiti ha, na site
n'ịhụ ihe mere ọ ga-eme ha ka
ha [a]kwere n'ike nke Chineke,
ya mere ọ gbapụrụ site n'ụlọ
ruo n'ụlọ, na-eme ka ndị ahụ
mata maka ya.
18 Ma ha malitere ịkpọkọta
onwe ha ọnụ n'ụlọ nke eze ahụ.
Ma igwe-mmadụ bịara, ma n'ị-
tụ-n'anya ha, ha hụrụ eze ahụ,
na nwunye eze ahụ, na ụmụ-
oru ha nile dịna larịị n'ala
ahụ, ma ha nile dịnara n'ebe
ahụ dịka ha nwụrụ anwụ; ma
ha hụ kwara Amọn, ma lee, ọ
bụ onye nke Nifaị.
19 Ma ugbua ndị ahụ malitere
ịtamu n'etiti onwe ha; ụfọdụ
na-asị na ọ bụ nnukwu ihe ọjọọ
bịakwasịworo ha, ma-ọbụ eze
ahụ na ụlọ ya, n'ihi na o kwere-
wo ka onye nke Nifaị [a]nọgide
n'ala ahụ.
20 Mana ndị ọzọ baara ha
mba na-asị: Eze ahụ ewetakwa-
sịwo ụlọ ya ajọọ ihe a, n'ihi na
o gburu ụmụ-oru ya nile ndị
achụsasịworo igwe-atụrụ ha na
[a]mmiri nile nke Sibọs.
21 Ma abakwaara ha mba site
na ndị ahụ guzoro na mmiri
nile nke Sibọs ma [a]chụsasịa
igwe-atụrụ ahụ nile bụ nke eze
ahụ, n'ihi na ha wesoro Amọn
oke iwe n'ihi ọnụ-ọgụgụ nke o
gbuworo n'ime ụmụnne ha
nwoke na mmiri nile nke Sibọs,
mgbe ọ na-echekwa igwe-atụrụ
nile nke eze ahụ.
22 Ugbua otu n'ime ha, onye
[a]egbuworo nwanne ya nwoke
site na mma agha nke Amọn,
ebe ọ na-eweso Amọn oke iwe
karịa, mịpụtara mma agha ya
ma garuo ka o wee mee ka ọ
dakwasị Amọn, igbu ya; ma
dịka o welitere mma agha ahụ
igbu ya, lee, ọ dara nwụọ.
23 Ugbua anyị hụrụ na-enwe-
ghị ike igbu Amọn, n'ihi na
[a]Onye-nwe asịwo Mosaịa, nna
ya: Aga m edebe ya, ma ọ ga-
adịịrị ya dịka okwukwe gị siri
dị — ya mere, Mosaịa nyefere
ya Onye-nwe na [b]ntụkwasị-obi.
24 Ma o wee ruo na mgbe
igwe-mmadụ ahụ hụrụ na
nwoke ahụ adawo nwụọ, onye
welitere mma agha ahụ igbu
Amọn, egwu bịakwasịrị ha
nile, ma ha anwaghị-anwa iwe-
pụta aka ha nile ibitụ ya ma-
ọbụ onye ọbụla n'ime ndị ahụ
daworo; ma ha malitere igosi
ịtụ n'anya ọzọ n'etiti onwe ha
ihe nwere ike ịbụ ihe kpatara
nnukwu ike nke a, ma-ọbụ ihe
ihe ndị a nile nwere ike ịpụta.
25 Ma o wee ruo na e nwere
ọtụtụ n'etiti ha ndị sịrị na Amọn
bụ [a]Nnukwu Mụọ ahụ, ma ndị
ọzọ sịrị na Nnukwu Mụọ ahụ
zitara ya;
26 Mana ndị ọzọ baara ha nile
mba, na-asị na ọ bụ ajọọ-anụma-
nụ, onye e zitaworo site n'ebe
ndị Nifaị nọ ka ọ taa ha ahụhụ.
27 Ma e nwere ụfọdụ ndị sịrị
na Amọn ka Nnukwu Mụọ
zitara ka ọ taa ha ahụhụ n'ihi
ajọọ-omume ha nile; ma na ọ bụ
Nnukwu Mụọ ahụ bụ ihe
na-anọnyere ndị Nifaị, onye

17*a* Mosa. 27:14.
19*a* Alma 17:22–23.
20*a* Alma 17:26; 18:7.
21*a* Alma 17:27; 18:3.
22*a* Alma 17:38.
23*a* Mosa. 28:7; Alma 17:35.
*b* NGAN Ntụkwasị-obi.
25*a* Alma 18:2–5.

na-anapụta ha oge nile site
n'aka ha nile; ma ha sịrị na ọ
bụ Nnukwu Mụọ a bụ onye bi-
biworo ọtụtụ n'ime ụmụnne ha
nwoke, ndị Leman.
28 Ma otu a ndọrọ-ndọrọ ahụ
malitere ịdị nkọ karịa n'etiti ha.
Ma mgbe ha nọ otu a na-adọ
ndọrọ-ndọrọ, [a]oru-nwanyị ahụ
onye meworo igwe-mmadụ ahụ
ka ha gbakọta ọnụ bịara, ma
mgbe ọ hụrụ ndọrọ-ndọrọ ahụ
nke dị n'etiti igwe-mmadụ ahụ
o wutere ya karịa, ọbụna ruo
n'anya mmiri.
29 Ma o wee ruo na ọ gara ma
jide nwunye-eze ahụ n'aka, na
eleghị-anya o nwere ike kulite
ya site n'ala ahụ; ma na ngwa-
ngwa o bịtụrụ ya aka o bilite ma
guzoro n'ukwu ya abụọ, ma tie
mkpu n'olu dasiri ike, na-asị:
O Jisus agọziri agọzi, onye zọ-
pụtaworo m site [a]n'ala mụọ dị
egwụ! O Chineke agọziri agọzi,
meere ndị a [b]ebere!
30 Ma mgbe o kwuworo nke
a, o jikọtara aka ya abụọ, ebe o
jupụtara n'ọñụ, na-ekwu ọtụtụ
okwu ndị anaghọtaghị aghọta;
ma mgbe o meworo nke a, o
jidere eze, Lamonaị ahụ n'aka,
ma lee o bilitere ma guzoro n'ụ-
kwụ ya abụọ.
31 Ma ya, ozigbo, ebe ọ hụrụ
ndọrọ-ndọrọ ahụ dị n'etiti ndị
ya, garuru ma malite ịbara ha
mba, na ịkụziri ha [a]okwu nile
ahụ nke ọ nụworo site n'ọnụ
Amọn; ma ka ha ra bụ ndị nụrụ
okwu ya nile kweere, ma agba-
nwere ha nye Onye-nwe.
32 Mana e nwere ọtụtụ n'etiti
ha ndị na-achọghị ịnụ okwu
ya nile; ya mere ha gawara
n'ụzọ ha.
33 Ma o wee ruo na mgbe
Amọn bilitere ọ dụkwara ha
ọdụ, na kwa ụmụ-oru nile nke
Lamonaị mere otu a; ma ha nile
kwupụtaara ndị ahụ otu ihe
ahụ — na obi ha nile ka [a]agba-
nweworo; na ha enwekwaghị
ọchịchọ ime [b]ihe-ọjọọ.
34 Ma lee, ọtụtụ kwupụtaara
ndị ahụ na ha ahụwo [a]ndị mụọ-
ozi ma kparita-ụka ha na ha; ma
otu a ha agwawo ha rịị ọtụtụ
ihe maka Chineke, na maka ezi-
omume ya.
35 Ma o wee ruo na e nwere
ọtụtụ ndị kwere n'okwu ha
nile; ma ka ha ra bụ ndị kwere e
[a]mere ha baptism; ma ha ghọrọ
ndị ezi-omume, ma ha hiwere
otu nzukọ-nsọ n'etiti ha.
36 Ma otu a ọrụ nke Onye-nwe
malitere n'etiti ndị Leman; otu
a Onye-nwe malitere ịwụpụta
Mụọ ya n'arụ ha; ma anyị hụrụ
na aka ya ka esetịpụrụ ruo
[a]mmadụ nile ndị ga-echegharị
ma kwere n'aha ya.

## ISI 20

*Onye-nwe wee ziga Amọn Mịdonaị ịnapụta ụmụnne ya nwoke a tụrụ mkpọrọ — Amọn na Lamonaị zutere*

28*a* Alma 19:16.
29*a* 1 Nif. 14:3.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
31*a* Alma 18:36–39.
33*a* NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
*b* Mosa. 5:2; Alma 13:12.
34*a* NGAN Mụọ-ozi nile.
35*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
36*a* 2 Nif. 26:33; Alma 5:33.

*nna Lamonaị, onye bụ eze n'ala ahụ nile—Amọn wee manye okenye eze ahụ ka ọ kwado nhapụ ụmụnne ya nwoke ka ha nwere onwe ha. Ihe dịka n'afọ 90 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mgbe ha
hiweworo otu nzukọ-nsọ n'ala
ahụ, na eze Lamonaị chọrọ ka
Amọn soro ya gaa n'ala nke ndị
Nifaị, ka o wee gosị ya nna ya.
2 Ma olu nke Onye-nwe bịaru-
ru Amọn na-asị: I gaghị agalite
ruo ala nke ndị Nifaị, n'ihi
na lee, eze ahụ ga-achọ ndụ
gị; mana ị ga-aga n'ala nke
Mịdonaị; n'ihi na lee, nwanne gị
nwoke Erọn, na kwa Miulakaị
na Ama nọ n'ụlọ mkpọrọ.
3 Ugbua o wee ruo na mgbe
Amọn nụworo nke a, ọ sịrị
Lamonaị: Lee, nwanne m nwo-
ke na ụmụnne m nwoke nọ n'ụ-
lọ-mkpọrọ na Mịdonaị, ma ka
m gaa ka m wee napụta ha.
4 Ugbua Lamonaị sịrị Amọn:
A matara m, [a]n'ike nke Onye-
nwe i nwere ike ime ihe nile.
Mana lee, aga m esoro gị gaa
n'ala nke Mịdonaị; n'ihi na
eze nke ala Mịdonaị ahụ, onye
aha ya bụ Antiomno, bụ enyi
m; ya mere aga m a ga-ala
nke Mịdonaị ahụ, ka m wee
kwagide eze nke ala ahụ, ma
ọ ga-akpọpụta ụmụnne gị nwo-
ke site [b]n'ụlọ mkpọrọ. Ugbua
Lamonaị siri ya: Onye gwara
gị na ụmụnne gị nwoke nọ
n'ụlọ mkpọrọ?
5 Ma Amọn sịrị ya: E-e ọdịghị
onye gwaworo m, ma ọbụghị
Chineke; ma ọ sịrị m—Gaa ma
napụta ụmụnne gị nwoke, n'ihi
na ha nọ n'ụlọ-mkpọrọ n'ala
nke Mịdonaị.
6 Ugbua mgbe Lamonaị nụ-
woro nke a o mere ka ụmụ-oru
ya nile kwado [a]ịnyịnya ya nile
na ụgbọ-ala ya nile.
7 Ma ọ sịrị Amọn: Bịa, aga
m esoro gị gbada n'ala nke
Mịdonaị ahụ, ma n'ebe ahụ aga
m arịọ eze ahụ ka o wee kpọpụ-
ta ụmụnne gị nwoke site n'ụlọ-
mkpọrọ.
8 Ma o wee ruo na dịka
Amọn na Lamonaị na-aga njem
n'ebe ahụ, ha zutere nna nke
Lamonaị, onye bụ eze [a]n'ala
ahụ nile.
9 Ma lee, nna nke Lamonaị sịrị
ya: Gịnị mere ị bịaghị [a]n'oriri
na nnukwu ụbọchị ahụ mgbe
m mere oriri nye ụmụ m ndị
nwoke nile, na nye ndị m?
10 Ma ọ sịkwara: Ole ebe ka Ị
na-aga gị na onye Nifaị a, onye
bụ otu n'ime ụmụ nke [a]onye
okwu ụgha?
11 Ma o wee ruo na Lamonaị
kwugharịrị ya ebe ọ na-aga,
n'ihi na ọ tụrụ egwu ịkpasu
ya iwe.
12 Ma ọ gwakwara ya ihe nile
kpatara o jiri nọdụ n'ime ala-
eze nke ya, nke mere na ya
agakwurughị nna ya n'oriri
ahụ nke ọ kwadoworo.
13 Ma ugbua mgbe Lamonaị
kwugharịworo ihe ndị a nile nye
ya, lee, n'ịtụ n'anya ya, nna ya
wesoro ya iwe, ma sị: Lamonaị,
i na-aga ịnapụta ndị nke Nifaị
a, ndị bụ ụmụ onye okwu-ụgha.

**20** 4*a* Alma 26:12.
*b* Alma 20:28–30.
6*a* Alma 18:9–10.
8*a* Alma 22:1.
9*a* Alma 18:9.
10*a* Mosa. 10:12–17.

Lee, o zuru ndị nna anyị ori; ma ugbua ụmụ ya abịawo kwa n'etiti anyị ka ha wee, site n'aghụghọ na okwu ụgha ha nile, ghọgbuo anyị, ka ha wee zunarị kwa anyị ihe anyị nwere.
14 Ugbua nna nke Lamonaị nyere ya iwu ka o wee gbuo Amọn jiri mma agha ahụ. Ma o nyekwara ya iwu ka ọ ghara ịga n'ala nke Mịdonaị ahụ, mana ọ ga-esoro ya laghachị n'ala nke [a]Ịshmel.
15 Mana Lamonaị sịrị ya: Agaghị m egbu Amọn, ọbụghị ma m ga-alaghachị n'ala nke Ịshmel, mana a ga m a ga n'ala nke Mịdonaị ka m wee hapụ ụmụnne nwoke nke Amọn, n'ihi na a matara m na ha bụ ndị ezi-omume na ndị-amụma dị nsọ nile nke ezi Chineke ahụ.
16 Ugbua mgbe nna ya nụworo okwu nile ndị a, o wesoro ya iwe, ma ọ mịrị mma agha ya ka o wee tịda ya n'ala.
17 Mana Amọn guzogidere ma sị ya: Lee, i gaghị egbu nwa gị nwoke; otu o sila dị, ọ [a]ka mma na ọ ga-ada karịa gị, n'ihi na lee, o [b]chegharịiwo site na mmehie ya nile; mana ọbụrụ na ị ga-ada n'oge ugbua, n'iwe gị, mkpụrụ-obi gị agaghị enwe nzọpụta.
18 Ma ọzọ, ọ dị mkpa na ị ga-enwe ndidi; n'ihi na ọbụrụ na ị [a]ga-egbu nwa gị nwoke, ebe ọ bụ nwoke na-enweghị ụta, ọbara ya ga-eti mkpu site n'ala ruo Onye-nwe Chineke ya, ka ịbọ ọbọ bịakwasị gị; ma eleghị anya ị ga-atụfụ [b]mkpụrụ-obi gị.
19 Ugbua mgbe Amọn gwaworo ya okwu nile ndị a, ọ zara ya, na-asị: A matara m na ọbụrụ na m ga-egbu nwa m nwoke, na m ga-akwafu ọbara onye na-enweghị ụta; n'ihi na ọ bụ gị bụ onye chọworo ibibi ya.
20 Ma o setịpụrụ aka ya igbu Amọn. Mana Amọn nagidere ọkụkụ ihe ya nile, ma kwa kụda aka ya nke mere na o nweghị ike iji ya mee ihe.
21 Ugbua mgbe eze ahụ hụrụ na Amọn nwere ike igbu ya, ọ malitere ịrịọ Amọn ka o nwe ike debe ndụ ya.
22 Mana Amọn welitere mma agha ya, ma sị ya: Lee, aga m eti gị ihe ma ọbụghị na ị ga-ekwenye m na a ga-akpọpụta ụmụnne m nwoke site n'ụlọ mkpọrọ.
23 Ugbua eze ahụ, ebe ọ na-atụ egwu na ya nwere ike ịtụfu ndụ ya, sịrị: Ọbụrụ na ị ga-edebe m aga m ekwe nyere gị ihe ọbụla i ga-arịọ, ọbụna ruo na ọkara nke ala-eze ahụ.
24 Ugbua mgbe Amọn hụrụ na ya emesowo ichie-eze ahụ dịka o siri chọọ, ọ sịrị ya: Ọbụrụ na ị ga-ekwenyere m na a ga-akpọpụta ụmụnne m nwoke site n'ụlọ mkpọrọ, na kwa na Lamonaị ga-ejide alaeze ya, ma na ị gaghị eweso ya iwe, mana kwenye na ọ gaeme dịka ọchịchọ nke onwe ya siri dị [a]n'ihe ọbụla o chere, mgbe ahụ aga m edebe gị; ma ọbụghị otu ahụ aga m etịda gị n'ala.
25 Ugbua mgbe Amọn kwuru okwu ndị a nile, eze ahụ malitere ịñụrị ọñụ n'ihi ndụ ya.
26 Ma mgbe ọ hụrụ na Amọn

14*a* Alma 17:19.
*b* Alma 19:12–13.
*b* OznỌd. 42:18.
17*a* Alma 48:23.
18*a* NGAN Igbu-mmadụ.
24*a* Alma 21:21–22.

enweghị ọchịchọ igbu ya, ma mgbe ọ hụkwara nnukwu ịhụ-n'anya o nwere n'ebe nwa ya nwoke Lamonaị nọ, ọ tụrụ ya n'anya karịa, ma ọ sị: N'ihi na nke a bụ ihe nile ị chọworo, ka m wee hapụ ụmụnne gị nwoke, ma kwere na nwa m nwoke Lamonaị ga-ejide ala-eze ya, lee, aga m ekwenyere gị na nwa m nwoke ga-ejide ala-eze ya site ugbua ma ruo mgbe nile; ma a gaghị m achịkwa ya ọzọ—
27 Ma agakwa m ekwenyere gị na ụmụnne gị nwoke a ga-akpọpụta ha site n'ụlọ-mkpọrọ, ma gị na ụmụnne gị nwoke ga-abịakwute m, n'ala-eze m; n'ihi na a ga m achọsike ịhụ gị. N'ihi na eze ahụ nwere nnukwu ịtụ n'anya n'okwu nile nke o kwuworo, na kwa n'okwu nile nke nwa ya nwoke, Lamonaị kwuworo, ya mere ọ [a]chọsịrị ike ịmụta ha.
28 Ma o wee ruo na Amọn na Lamonaị gara n'iru na njem ha chee iru n'ala nke Mịdonaị. Ma Lamonaị nwetara nnabata mmasị n'anya nke eze ala ahụ; ya mere ụmụnne nwoke nke Amọn ka akpọpụtara site n'ụ-lọ-mkpọrọ.
29 Ma mgbe Amọn zutere ha o nwere mwute karịa; n'ihi na lee ha gba-ọtọ, ma akpụkpọ-arụ ha chighasịrị karịa n'ihi iji eriri nile siri ike kee ha. Na ha ediwo kwa agụụ, akpịrị-ịkpọ-nkụ, na ụdị mkpagbu nile dị iche iche; otu o sila dị ha nwere [a]ndidi n'ịta ahụhụ ha nile.
30 Ma, dịka o siri mee, ọ bụụrụ akara-aka ha ịdabawọrịị n'aka nile nke ndị kara nwee obi ike na ndị na-akpọ-ekwe-nkụ karịa; ya mere ha enweghị ike ịña-ntị n'okwu ha nile, ma ha akpọpụtawo ha, ma ha akụ-wo ha ihe, ma chụghariwo ha site n'ụlọ ruo n'ụlọ, na site n'ebe ruo n'ebe, ọbụna wee ruo mgbe ha rutere n'ala nke Mịdonaị; ma n'ebe ahụ a kpọọ-rọ ha ma tụba ha n'ụlọ-mkpọrọ, ma kee ha [a]udo nile siri ike, ma debe ha n'ụlọ-mkpọrọ ruo ọtụ-tụ ụbọchị, ma anapụtara ha site n'aka Lamonaị na Amọn.

---

Nkọwasị nke ikwusa ozi-ọma nke Erọn, na Miulakaị, na ụmụnne ha nwoke, nye ndị Leman.

*Mejupụtara isi 21 ruo isi 26 e tinye-kọtara.*

## ISI 21

*Erọn wee kụziere ndị Amalek maka Kraịst na aja mgbaghara mmehie ya—Erọn na ụmụnne ya nwoke ka atụrụ mkpọrọ na Mịdonaị—Mgbe anapụtaworo ha, ha wee kụzie ihe n'ụlọ-nzukọ chi nile ahụ ma nweta ọtụtụ ndị a gbanwere—Lamonaị wee kwe-nye inye ndị ahụ nọ n'ala nke Ịshmel inwere onwe nke okpukpe-chi. Ihe dịka n'afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA mgbe Amọn na ụmụn-ne ya nwoke [a]kewapụrụ onwe ha n'oke nile nke ala nke ndị

---

27*a* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
29*a* Alma 17:11.
30*a* Alma 26:29.
**21** 1*a* Alma 17:13, 17.

Leman ahụ, lee Erọn weere njem
ya chee iru n'ala nke ndị Leman
kpọrọ Jerusalem, na-akpọ ya
dịka ala ahụ nke ebe a mụrụ ndị
nna ha nile; ma ọ dị anya na-eji-
kọta oke-ala nile nke Mọmọn.
2 Ugbua ndị Leman na ndị
Amalek na ndị nke [a]Amiulọn
ewuwo otu nnukwu obodo-
ukwu, nke a kpọrọ Jerusalem.
3 Ugbua ndị Leman n'onwe
ha nwere obi ike zuru ezu,
mana ndị Amalek na ndị
Amiulọn kara nwe obi ike; ya
mere ha mere ndị Leman ka
ha wee mesie obi ha nile ike, ka
ha wee sie ike n'ajọọ-omume na
ihe arụ ha nile.
4 Ma o wee ruo na Erọn bịara
n'obodo-ukwu nke Jerusalem,
ma mbụ ọ malitere ikwusa ozi-
ọma nye ndị Amalek nile. Ma ọ
malitere ikwusara ha ozi-ọma
n'ụlọ-nzukọ ha nile, n'ihi na ha
ewuwo ọtụtụ ụlọ-nzukọ dịka
[a]n'usoro nke ndị Nehọ; n'ihi na
ọtụtụ n'ime ndị Amalek nile na
ndị nke Amiulọn nọ n'ụdị nke
usoro ndị Nehọ.
5 Ya mere, dịka Erọn bara
n'ime otu n'ime ụlọ-nzukọ ha
nile ikwusa ozi-ọma nye ndị
ahụ, ma dịka ọ na-agwa ha
okwu, lee otu onye Amalek bi-
litere ma malite ịdọso ya ndọrọ
ndọrọ, na-asị: Gịnị bụ ihe ahụ
ị gbaworo ama ya? Ị hụwo
[a]onye mụọ-ozi? Gịnị mere ndị
mụọ-ozi anaghị apụtakwute
anyị? Lee ndị a ha abụghị ezi-
gbo ndị mmadụ dịka ndị gị?
6 I kwukwara, ma ọbụghị
na anyị chegharịrị anyị ga-ala-
n'iyi. Olee otu i siri mata echi-
che na nzube nke obi anyị nile?
Olee otu i siri mata na anyị nwe-
re mkpa icheghari̩? Olee otu i
siri mata na anyị abụghị ndị ezi-
omume? Lee, anyị arụwo ọtụtụ
ebe mgbaba dị nsọ, ma anyị
na-akpọkọta onwe anyị ọnụ ife
Chineke. Anyị kwere na Chineke
ga-azọpụta mmadụ nile.
7 Ugbua Erọn sịrị ya: I kwere
na Ọkpara nke Chineke ga-abịa
ịgbapụta ụmụ mmadụ site na
mmehie ha nile?
8 Ma nwoke ahụ sịrị ya: Anyị
ekweghị na i matara ụdị ihe
ọbụla dị otu ahụ. Anyị ekweghị
n'omenala nzuzu nile ndị a.
Anyị ekweghị na i matara [a]ihe
nile ga-abịa, ọbụghị ma anyị
kwere na ndị nna unu nile na
kwa na ndị nna anyị matara
gbasara ihe nile nke ha kwuru,
maka nke ahụ ga-abịa.
9 Ugbua Erọn malitere ịsaghe-
re ha akwụkwọ-nsọ nile gbasa-
ra ọbịbịa nke Kraịst, na kwa
gbasara mbilite n'ọnwụ nke ndị
nwụrụ anwụ, ma na [a]agaghị
enwe mgbapụta maka ụmụ
mmadụ ma ọbụghị na ọ bụ site
n'ọnwụ na ntaram-ahụhụ nile
nke Kraịst, na [b]aja mgbaghara
mmehie nke ọbara ya.
10 Ma o wee ruo ka ọ malitere
ịkọwara ha ihe ndị a nile ha
wesoro ya iwe, ma malite ịkwa
ya emu; ma ha achọghị ịnụ
okwu nile ahụ nke o kwuru.
11 Ya mere mgbe ọ hụrụ na
ha achọghị ịnụrụ okwu ya nile,

2*a* Mosa. 24:1;
Alma 25:4–9.
4*a* Alma 1:2–15.
5*a* Mosa. 27:11–15.
8*a* Jekọb 7:1–8.
9*a* Mosa. 5:8; Alma 38:9.
*b* NGAN Aja Mgbaghara
Mmehie, Ichụ Aja
Mgbaghara Mmehie.

ọ pụrụ site n'ụlọ-nzukọ ha, ma bịafeta otu ọnụmara nke a na-akpọ Anaị-Antaị, ma n'ebe ahụ ọ chọtara Miulakaị ka ọ na-ekwusara ha okwu ahụ; na kwa Ama na ụmụnne ya nwoke. Ma ha na ọtụtụ ndị dọrọ ndọrọ-ndọrọ gbasara okwu ahụ.
12 Ma o wee ruo na ha hụrụ na ndị ahụ ga-emesi obi ha nile ike, ya mere ha pụtara ma bịafeta n'ime ala nke Mịdonaị ahụ. Ma ha kwusara ọtụtụ okwu ahụ, ma ole na ole kwere n'okwu nile nke ha kuziri.
13 Otu o sila dị, Erọn na ọnụọgụgụ ụfọdụ nke ụmụnne ya nwoke ka a kpọọrọ ma tụba ha n'ime ụlọ mkpọrọ, ma ndị fọdụrụ n'ime ha gbapụrụ site n'ala nke Mịdonaị ruo na mpaghara nile gburu-gburu.
14 Ma ndị ahụ atụbara n'ime ụlọ mkpọrọ [a]tara ahụhụ ọtụtụ ihe, ma anapụtara ha site n'aka nke Lamonaị na Amọn, ma e nyejuru ha afọ ma yibe ha uwe.
15 Ma ha gakwara n'iru ọzọ ikwupụta okwu ahụ, ma otu a anapụtara ha nke mbụ site n'ụlọ mkpọrọ; ma otu a ka ha taworo ahụhụ.
16 Ma ha garuru ebe ọbụla [a]Mụọ nke Onye-nwe duru ha gaa, na-ekwusa okwu Chineke n'ụlọ-nzukọ nile nke ndị Amalek, ma-ọbụ n'ọgbakọ nile nke ndị Leman ebe e nwere ike ịnabata ha.
17 Ma o wee ruo na Onye-nwe malitere ịgọzi ha, nke ukwuu nke mere na ha wetara ọtụtụ n'ọmụma nke ezi-okwu ahụ; e, ha mere ka ọtụtụ [a]kwenye maka mmehie ha nile, na maka omenala nile nke ndị nna ha nile, ndị na-adịghị mma.
18 Ma o wee ruo na Amọn na Lamonaị laghachịrị site n'ala nke Mịdonaị ruo n'ala nke Ịshmel, nke bụ ala nke nketa ha.
19 Ma eze Lamonaị ekweghị na Amọn ga-ejere ya ozi, ma-ọbụ bụrụ nwa-oru ya.
20 Ma na o mere ka e nwee ọtụtụ ụlọ-nzukọ e wuru n'ala nke Ịshmel; ma o mere na ndị ya, ma-ọbụ ndị ahụ nọ n'okpuru ọchịchị ya, ga-akpọkọta onwe ha ọnụ.
21 Ma ọ ñụrịrị ọñụ maka ha, ma ọ kuziri ha ọtụtụ ihe. Ma o kwupụtakwara nye ha na ha bụ ndị nọ n'okpuru ya, ma na ha bụ ndị nwere onwe ha, na ha nwere onwe ha site na ọchịchị-aka-ike nile nke eze ahụ, nna ya; n'ihi na nna ya ahụ ekwenye woro ya na o nwere ike ịchị ndị nke nọ n'ala nke Ịshmel, ma n'ala nile gburu-gburu ya.
22 Ma o kwupụtakwara nye ha na ha nwere ike [a]ntọhapụ ha n'ikpere Onye-nwe Chineke ha dịka ọchịchọ ha nile siri dị, n'ebe ọbụla nke ha nọ n'ime ya, ọbụrụ na ọ bụ n'ala nke dị n'okpuru ọchịchị nke eze Lamonaị.
23 Ma Amọn kwusara ozi-ọma nye ndị nke eze Lamonaị; ma o wee ruo na ọ kuziri ha ihe nile gbasara ihe nile bụ nke ezi-omume. Ma o gbara ha ume kwa ụbọchị, jiri ịrụsi ọrụ ike nile;

14*a* Alma 20:29.
16*a* Alma 22:1.
17*a* OznỌd. 18:44.
22*a* OznỌd. 134:1–4; Ndep. Ok 1:11.
NGAN Ntọhapụ.

ma ha ñara ntị n’okwu ya,
ma ha nwere ọnụnụ ọkụ-n’obi
maka idebe iwu-nsọ nile nke
Chineke.

## ISI 22

*Erọn wee kụziere nna Lamonaị maka Okike ụwa, ọdịda nke Adam, na atụmatụ nke mgbapụta site na Kraịst — Eze ahụ na ndị ezi na ụlọ ya nile ka a gbanwere — Okike ala n’etiti ndị Nifaị na ndị Leman ka a kọwara. Ihe dịka n’afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA, dịka Amọn ka ji otu a
na-akụziri ndị nke Lamonaị
na-esepụghị aka, anyị ga-ala-
ghachị na nkọwasị nke Erọn
na ụmụnne ya nwoke; n’ihi
na mgbe o sịworo n’ala nke
Mịdonaị pụọ e [a]duru ya site na
Mụọ gaa n’ala nke Nifaị, ọbụna
gaa n’ụlọ nke eze ahụ nke na-
achị ala ahụ nile ma [b]ewezuga-
ala nke Ịshmel; ma ọ bụụrụ nna
nke Lamonaị.
2 Ma o wee ruo na ọ ba-
kwuuru ya n’ime obi-eze, ya
na ụmụnne ya nwoke, ma kpọọ
isi ala n’iru eze ahụ, ma sị
ya: Lee, O eze, anyị bụ ụmụnne
nwoke nke Amọn, ndị nke Ị
[a]napụtaworo site n’ụlọ-mkpọrọ.
3 Ma ugbua, O eze, ọbụrụ na Ị
ga-edebe ndụ anyị, anyị ga-abụ
ụmụ-oru gị. Ma eze ahụ siri ha:
Bilie, n’ihi na aga m ekwe unu
nkwa ndụ unu, ma agaghị m
ekwe na unu ga-abụ ụmụ-oru
m; kama aga m ekwusi ike na
unu ga-akụziri m; n’ihi na
enwewo m nsogbu n’echiche m
n’ihi adịghị-aka-ntagide na ịdị
ukwuu nke okwu nile nke
nwanne unu nwoke Amọn; ma
achọrọ m ịmata ihe kpatara na
ọ bịalitebeghị site na Mịdonaị
soro unu.
4 Ma Erọn sịrị eze ahụ: Lee,
Mụọ nke Onye-nwe akpọwo
ya n’ụzọ ọzọ; ọ gawo n’ala
nke Ịshmel, ịkụziri ndị nke
Lamonaị.
5 Ugbua eze ahụ sịrị ha: Gịnị
bụ nke a nke unu kwuworo gba-
sara Mụọ nke Onye-nwe? Lee,
nke a bụ ihe ahụ nke na-enye m
nsogbu.
6 Na kwa, gịnị bụ nke a nke
Amọn kwuru — [a]Ọbụrụ na unu
ga-echegharị a ga-azọpụta unu,
ma ọbụrụ na unu agaghị eche-
gharị a ga-achụpụ unu n’ụbọchị
ikpeazụ ahụ?
7 Ma Erọn zara ya ma sị ya:
I kwere na e nwere otu Chineke
dị? Ma eze ahụ sịrị: A matara
m na ndị Amalek na-asị na
enwere otu Chineke dị, ma
ekwewo m ha ka ha wuo ebe
mgbaba dị nsọ nile, ka ha nwe
ike kpọkọta onwe ha ọnụ ikpe-
re ya. Ma ọbụrụ na ugbua i
kwuru na e nwere otu Chineke
dị, lee aga m [a]ekwere.
8 Ma ugbua mgbe Erọn nụrụ
nke a, obi ya malitere iñụrị ọñụ,
ma ọ sịrị: Lee, dịka o siri buru
ezi-okwu na i na-adị ndụ, O eze,
e nwere otu Chineke dị.
9 Ma eze ahụ sịrị: Chineke ọ
bụ [a]Nnukwu Mụọ ahụ nke kpọ-
pụtara nna anyị ha site n’ala nke
Jerusalem?

**22** 1*a* Alma 21:16–17.
*b* Alma 21:21–22.
2*a* Alma 20:26.
6*a* Alma 20:17–18.
7*a* OznỌd. 46:13–14.
9*a* Alma 18:18–28.

10 Ma Erọn sịrị ya: E, ọ bụ Nnukwu Mụọ ahụ, ma o [a]kere ihe nile ma n'elu-igwe ma n'ụwa. I kwere nke a?

11 Ma ọ sịrị: E, e kwere m na Nnukwu Mụọ ahụ kere ihe nile, ma achọrọ m ka ị gwa m gbasara ihe ndị a nile, ma aga m e [a]kwere okwu gị nile.

12 Ma o wee ruo na mgbe Erọn hụrụ na eze ahụ ga-ekwere okwu ya nile, ọ malitere site n'okike nke Adam, [a]na-agụ akwụkwọ-nsọ nile nye eze ahụ — otu Chineke siri kee mmadụ n'ụdị oyiyi onwe ya, ma na Chineke nyere ya iwunsọ nile, ma na n'ihi njehie, mmadụ adawọrịị.

13 Ma Erọn kọwadaruru akwụkwọ-nsọ nile ala nye ya site na [a]okike nke Adam, na-edebe ọdịda nke mmadụ n'iru ya, na ọnọdụ anụ-arụ ha na kwa [b]atụmatụ nke mgbapụta, nke a kwadoro [c]site na ntọ-ala nke ụwa, site na Kraịst, n'ihi ndị nile bụ ndị ga-ekwere n'aha ya.

14 Ma ebe ọ bụ na mmadụ [a]adawo o nweghị ike ikwesị [b]ịnata ụgwọ-ọrụ ọbụla n'onwe ya; kama ahụhụ nile na ọnwụ nke Kraịst [c]kwụrụ-ụgwọ maka mmehie ha nile, site n'okwukwe na nchegharị, na ihe ndị ọzọ; ma na ọ na-etibi agbụ nile nke ọnwụ, na [d]ili agaghị enwe mmeri, ma na ihe ọgbụgba nke ọnwụ ka a ga elomi n'ime olile-anya nile nke otuto; ma Erọn kọwadaruru ihe nile ndị a ala nye eze ahụ.

15 Ma o wee ruo na mgbe Erọn kọwadarusịrị ihe ndị a nile ala nye ya, eze ahụ sịrị: [a]Gịnị ka m ga-eme ka m wee nwe ndụ-ebighi-ebi a nke Ị kwuworo maka ya? E, gịnị ka m ga-eme ka e wee [b]mụọ m na Chineke, i ji fopụta ajọọ mụọ a site n'obi m, ma nabata Mụọ ya, ka e wee mejupụta m na ọñụ, nke ga-eme ka a ghara ịchụpụ m n'ụbọchị ikpe-azụ? Lee, ka o kwuru, aga m enyepụ [c]ihe nile nke m nwere, e, aga m ahapụ ala-eze m, ka m wee nweta nnukwu ọñụ nke a.

16 Ma na Erọn sịrị ya: Ọbụrụ na ị [a]chọrọ ihe nke a, ọbụrụ na Ị ga-akpọ isi-ala n'iru Chineke, e, ọbụrụ na Ị ga-echegharị site na mmehie gị nile, ma ga-akpọ isi-ala n'iru Chineke, ma kpọkụo aha ya n'okwukwe, na-ekwere na Ị ga-anata, mgbe ahụ ka Ị ga-anata [b]olile-anya ahụ nke Ị na-achọ.

17 Ma o wee ruo na mgbe Erọn kwuworo okwu ndị a nile, eze ahụ [a]kpọrọ isi ala n'iru Onye-nwe, n'ikpere ya abụọ;

10*a* NGAN Kee, Okike.
11*a* NGAN Kwere, Nkwenye.
12*a* 1 Nif. 5:10–18; Alma 37:9.
13*a* Jen. 1:26–28.
*b* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*c* 2 Nif. 9:18.
14*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*b* 2 Nif. 25:23; Alma 42:10–25.
*c* Alma 34:8–16. NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*d* Aisa. 25:8; 1 Ndị-Kọ 15:55.
15*a* Ọlndoz. 2:37.
*b* Alma 5:14, 49.
*c* Mat. 13:44–46; 19:16–22.
16*a* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.
*b* Ita 12:4.
17*a* OznỌd. 5:24.

e, ọbụna ọ makpuuru onwe ya n'ala, ma [b]tisie ike, na-asị:
18 O Chineke, Erọn agwawo m na e nwere Chineke dị; ma ọbụrụ na enwere Chineke dị, ma ọbụrụ na Ị bụ Chineke, Ị ga-eme onwe Gị ka m mmata gị, ma aga m enyepụ mmehie m nile iji mata Gị, ma ka e wee kulite m site na ndị nwụrụ anwụ, ma ka a zọpụta m n'ụbọchị ikpe-azụ. Ma ugbua mgbe eze ahụ kwuworo okwu ndị a nile, e tiri ya ihe dịka ọ nwụrụ anwụ.
19 Ma o wee ruo na ụmụ-oru ya nile gbara ọsọ ma gwa nwunye eze ihe nile nke meworo nye eze ahụ. Ma ọ batakwuru eze ahụ; ma mgbe ọ hụrụ ya ka odịna dịka ọ nwụrụ anwụ, na kwa Erọn na ụmụnne ya ndị nwoke guzoro dịka a ga-asị na ha bụrịị ihe kpatara ọdịda ya, o wesoro ha iwe, ma nye iwu na ụmụ-oru ya nile, ma-ọbụ ụmụ-oru nile nke eze, ga-akpọrọ ha ma gbuo ha.
20 Ugbua ụmụ-oru nile ahụ ahụwọrịị ihe kpatara ọdịda nke eze ahụ, ya mere ha anwaghị anwa ibịkwasị aka ha n'arụ Erọn na ụmụnne ya nwoke; ma ha rịọrọ nwunye-eze ahụ arịrịọ na-asị: Gịnị mere I jiri nye anyị iwu ka anyị gbuo ndịkom a, mgbe lee otu n'ime ha [a]dị ike karịa anyị nile? Ya mere anyị ga-ada n'iru ha.
21 Ugbua mgbe nwunye-eze ahụ hụrụ egwu nke ụmụ-oru nile ahụ ọ malitekwara ịtụ egwu karịa, ka aghara inwe ụfọdụ ihe ọjọọ ga-abịakwasị ya. Ma o nyere ụmụ-oru ya nile iwu ka ha gaa ma kpọọ ndị ahụ, ka ha wee gbuo Erọn na ụmụnne ya nwoke.
22 Ugbua mgbe Erọn hụrụ mkpebi nke nwunye-eze ahụ, ya, kwa ebe ọ matara isi-ike nke obi ha nile nke ndị ahụ, tụrụ egwu eleghị-anya na igwemmadụ ga-akpọkọta onwe ha ọnụ, ma e wee nwe nnukwu ndọrọ-ndọrọ na nsogbu n'etiti ha; ya mere o setịpụrụ aka ya ma kulite eze ahụ site n'ala ahụ, ma sị ya: Guzoro. Ma o guzoro n'ụkwụ ya abụọ, na-enweta ike ya.
23 Ugbua nke a ka e mere n'iru nwunye-eze ahụ na ọtụtụ ụmụoru ahụ. Ma mgbe ha hụrụ ya ha nwere oke ịtụ-n'anya, ma malite ịtụ-egwu. Ma eze ahụ wee guzogide, ma malite [a]ikwusara ha okwu. Ma o wee kwusaara ha okwu, nke mere na ezi na ụlọ ya nile ka [b]agbanwere nye Onye-nwe.
24 Ugbua e nwere igwe-mmadụ gbakọtara ọnụ n'ihi iwu nwunye-eze nyere, ma a malitere inwe nnukwu ntamu n'etiti ha n'ihi Erọn na ụmụnne ya nwoke.
25 Mana eze ahụ guzogidere n'etiti ha ma gwa ha okwu. Ma e mere ka obi ha dajụrụ n'ebe Erọn nọ na ndị nke ha na ya nọ.
26 Ma o wee ruo na mgbe eze ahụ hụrụ na o mewo ka ndị ahụ dajụrụ, o mere ka Erọn na ụmụnne ya nwoke guzoro

17*b* NGAN Ekpere.
20*a* Alma 18:1–3.
23*a* NGAN Onye-ozizi; Kwusaa; Kụzie, Onye Nkụzi.
*b* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.

n'etiti igwe-mmadụ ahụ, ma na
ha ga-ekwusa okwu ahụ nye ha.
27 Ma o wee ruo na eze ahụ
zipụrụ [a]ịma-ọkwa n'akụkụ ala
ahụ nile, n'etiti ndị ya nile
ndị nọ n'ime ala ya nile, ndị
nọ na mpaghara nile gbara
gburu-gburu, nke nwere oke-
ala ọbụna ruo n'oke osimiri
ahụ, n'ọwụwa-anyanwụ na n'ọ-
dịda-anyanwụ, ma nke ekewa-
pụtara site n'ala nke [b]Zarahemla
site na wara-wara ụzọ nke ọzara,
nke gara site n'oke osimiri nke
ọwụwa-anyanwụ ahụ ọbụna ruo
oke osimiri nke ọdịda-anyanwụ
ahụ, ma gbaa gburu-gburu n'o-
ke-ala nile nke ikpere mmiri ahụ,
na oke-ala nile nke ọzara ahụ
nke dị n'elu-elu n'akụkụ ala nke
Zarahemla ahụ, gafee oke-ala
nke Mantaị, site n'isi nke osimiri
Saịdọn, na-ekwo site n'ọwụwa-
anyanwụ chee iru n'ọdịda-anya-
nwụ — ma otu a ka e siri kewa
ndị Leman na ndị Nifaị.
28 Ugbua, ndị nke ka bụrụ
ndị [a]ume-ngwụ na ndị Leman
biri n'ọzara, ma biri n'ime ụlọ
ikwuu nile; ma a gbasasịrị ha
n'akụkụ nke ọzara ahụ nile n'ọ-
dịda-anyanwụ n'ala nke Nifaị;
e, na kwa n'ọdịda-anyanwụ nke
ala Zarahemla, n'oke-ala dị n'a-
kụkụ ikpere-mmiri, na n'ọdịda
anyanwụ n'ala nke Nifaị, n'ebe
nke nketa mbụ ndị nna ha, ma
otu a n'ogologo oke-ala n'akụkụ
ikpere-mmiri.
29 Na kwa e nwere ọtụtụ
ndị Leman n'ọwụwa-anyanwụ
n'akụkụ ikpere-mmiri ahụ, n'ebe
ndị Nifaị chụbara ha. Ma otu a
ndị Nifaị fọdụrụ ntakịrị ka ndị
Leman gbaa ha gburu-gburu;
otu o sila dị ndị Nifaị e werewo
onwunwe nke akụkụ ala nile
dị n'elu elu nke ala ahụ nwere
oke-ala n'ọzara ahụ, n'isi nke
osimiri Saịdọn, site n'ọwụwa-
anyanwụ ruo n'ọdịda-anyanwụ,
gbaa gburu-gburu n'akụkụ ọza-
ra ahụ; n'elu-elu, ọbụna wee ruo
mgbe ha bịaruru ala ahụ nke ha
kpọrọ [a]Uju.
30 Ma o nwere oke n'ala ahụ
nke ha kpọrọ ọ [a]Tọgbọrọ n'efu,
ebe ọ dị oke elu-elu nke mere
na ọ bịara n'ime ala ahụ nke e
nweworo ndị biworo na ya ma
e bibiwo ya, maka ndị [b]ọkpụ-
kpụ ha anyị kwuworo, nke ndị
nke Zarahemla chọpụtara, ebe
ọ bụ [c]ebe mbụ nke ha zọbara
ụkwụ.
31 Ma ha bịara site n'ebe ahụ
gbago n'ime ọzara ndịda-ndị-
da. Otu a ala ahụ dị n'elu elu
ka a kpọrọ ọ [a]Tọgbọrọ n'efu, ma
ala ahụ dị na ndịda-ndịda ka a
kpọrọ Uju, ebe ọ bụ ọzara ahụ
nke jupụtara na ụdị anụ-ọhịa
nile n'ụdị ọbụla dị iche iche,
nke akụkụ ya siteworo n'ala
elu-elu bịa maka nri.
32 Ma ugbua, ọ bụụrụ nanị
[a]ụzọ njem otu ụbọchị na mkpi-
risi maka onye Nifaị, n'ahịrị
Uju na ala nke Ọ tọgbọrọ n'efu,
site n'ọwụwa-anyanwụ ruo
n'oke osimiri ọdịda-anyanwụ;
ma otu a ala nke Nifaị na ala

27*a* Alma 23:1–4.
*b* Omnai 1:13–17.
28*a* 2 Nif. 5:22–25.
29*a* Alma 52:9; 63:5.
30*a* Alma 50:34; Mọm 4:1–3.
*b* Mosa. 8:7–12; 28:11–19.
*c* Hil. 6:10.
31*a* Hil. 3:5–6.
32*a* Hil. 4:7.

nke Zarahemla ka ọ fọdụrụ
ntakịrị ka mmiri gbaa ha gbu-
ru-gburu, ebe e nwere otu
ntakịrị [b]olu-ala n'etiti ala nke
dị n'elu-elu na ala nke dị na
ndịda-ndịda.
33 Ma o wee ruo na ndị
Nifaị ebiriwo n'ala nke Ụju,
ọbụna site n'ọwụwa-anyanwụ
ruo n'oke osimiri nke ọdịda-
anyanwụ, ma otu a ndị Nifaị
na amamihe ha, jiri ndị nche
ha nile na ndị-agha ha nile,
gbachibidoworịị ndị Leman
na ndịda-ndịda, na site n'ebe
ahụ ha agaghị enwe kwa onwu-
nwe nke ala n'elu-elu ahụ, ka ha
ghara iwere ala ahụ dị n'elu-elu.
34 Ya mere ndị Leman enwe-
ghị kwa ike inwe oke nanị n'ala
nke ndị Nifaị, na ọzara ahụ
gbara gburu-gburu ebe ahụ.
Ugbua nke a bụ amamihe
n'ime ndị nke Nifaị—ebe ndị
Leman bụ ndị-iro nye ha, ha
enweghị ike ikwe mkpagbu
ha nile n'aka nile, na kwa ka
ha wee nwe mba ebe ha nwere
ike ịgbaga, dịka ọchịchọ ha nile
siri dị.
35 Ma ugbua mụ, mgbe m
kwusịworo nke a, na-alaghachị-
kwa ọzọ na nkọwasị nke Amọn
na Erọn, Ọmna na Hịmnaị, na
ụmụnne ha nwoke.

## ISI 23

*Inwere-onwe nke okpukpe-chi ka a mara ọkwa ya—Ndị Leman n'ime ala na obodo-ukwu asaa ka a gbanwere—Ha kpọrọ onwe ha ndị Antai-Nifaị-Lihaị ma mee ka ha nwere onwe ha site n'ọbụbụ-ọnụ ahụ—Ndị Amalek na ndị Amiulọn wee jụ ezi-okwu ahụ. Ihe dịka n'afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

Lee, ugbua o wee ruo na eze
ndị Leman ahụ zigara [a]ọmụ-
ma-ọkwa n'etiti ndị ya nile, ka
ha ghara ibitụ Amọn, ma-ọbụ
Erọn, ma-ọbụ Ọmna, ma-ọbụ
Hịmnaị aka ha ọbụghị ma-
ọbụ onye ọbụla n'ime ụmụnne
ha nwoke ndị ga na-agaghari
na-ekwusa okwu nke Chineke,
n'ebe ọbụla ha ga-anọ, n'akụkụ
ala ha ọbụla.
2 E, o zipụrụ iwu-ọkụ n'etiti
ha, ka ha ghara ibikwasị ha aka
ikekọta ha, ma-ọbụ ịtụba ha
n'ụlọ mkpọrọ; ọbụghị ma ha
ga-abụkwasị ha asụ, ma-ọbụ tie
ha ihe, ma-ọbụ tụpụ ha site n'ụ-
lọ-okpukpe-chi ha nile, ma-ọbụ
pịa ha ụtarị; ọbụghị ma ha
ga-atụ ha okwute, kama na ha
ga-enwe onwe ha ịba n'ụlọ
ha nile, na kwa temple ha nile,
na ebe mgbaba ha nile dị nsọ.
3 Ma otu a ha nwere ike ịga-
gharị ma kwusaa okwu ahụ
dịka ha siri chọọ, n'ihi na agba-
nwewo eze ahụ nye Onye-nwe,
na ndị nile bi n'ụlọ ya; ya
mere o zigara ọmụma-ọkwa
ya n'akụkụ ala ahụ nye ndị ya,
ka okwu Chineke ahụ ghara
inwe mgbọchị, kama na ọ
ga-aga n'iru n'akụkụ ala ahụ
nile, ka ndị ya wee kwenye
gbasara [a]ajọọ-omenala nile nke
ndị nna ha, ma ka ha wee kwe-
nye na ha nile bụ ụmụnne, ma
na ha ekwesịghị igbu mmadụ,

32*b* Alma 50:34.
**23** 1*a* Alma 22:27.
3*a* Alma 26:24.

ma-ọbụ ịpụnara ihe, ma-ọbụ izu
ori, ma-ọbụ ịkwa iko, ma-ọbụ
ime ụdị ajọọ-omume ọbụla.
4 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
eze ahụ zipụworo ọkwa nke a,
na Erọn na ụmụnne ya ndị nwo-
ke gaghariri site n'obodo-ukwu
ruo n'obodo-ukwu, na site n'otu
ụlọ-ekpere ruo na nke ọzọ, na-
ehiwe nzukọ-nsọ nile, ma na-
edo ndị nchụ-aja na ndị nkuzi
nsọ n'akụkụ ala ahụ nile n'etiti
ndị Leman, ikwusa ozi-ọma na
ikuzi okwu nke Chineke n'etiti
ha; ma otu a ha malitere inwe
nnukwu ime nke-ọma.
5 Ma ọtụtụ puku ka a kpọtara
n'ọmụma nke Onye-nwe, e, ọtụ-
tụ puku ka a kpọtara ikwere
[a]n'omenala nile nke ndị Nifaị;
ma a kuziri ha [b]akụkọ-ndekọta
nile na amụma nile e nyedatara
ọbụna gbada ruo n'oge ugbua.
6 Ma dịka ọ bụ ihe mere eme
na Onye-nwe na-adị ndụ, otu a
ka ọtụtụ kwere na ọbụ ihe mere
eme, ma-ọbụ ka ha ra bụ ndị e
wetara n'ọmụma nke ezi-okwu
ahụ, site n'ikwusa okwu nke
Amọn na ụmụnne ya nwoke,
dịka mụọ nke mkpughe na nke
ibu amụma, na ike nke Chineke
na-arụ ọrụ ebube nile n'ime
ha—e, asị m unu, dịka Onye-
nwe na-adị ndụ, ka ha ra bụ
ndị Leman kwere na nkwusa
okwu ha, ma [a]agbanwere ha
nye Onye-nwe anyị, [b]enweghị
mgbe ha dapụrụ ọzọ.
7 N'ihi na ha ghọrọ ndị ezi-
omume; ha tọgbọrọ ngwa-ọgụ
nile nke nnupụ-isi ha, nke mere
na ha alụghị kwa ọgụ megide
Chineke ọzọ, ọbụghị ma-ọbụ
megide ụmụnne ha nwoke
ọbụla.
8 Ugbua, ndị a bụ [a]ndị ahụ
agbanwere nye Onye-nwe:
9 Ndị nke ndị Leman ndị nọ
n'ala nke Ịshmel;
10 Na kwa maka ndị nke
ndị Leman ndị nọ n'ala nke
Mịdonaị;
11 Na kwa maka ndị nke ndị
Leman ndị nọ n'obodo-ukwu
nke Nifaị;
12 Na kwa maka ndị nke
ndị Leman ndị nọ n'ala nke
[a]Shaịlọm, na ndị nọ n'ala nke
Shemlọn, na n'obodo-ukwu nke
Lemuel, na n'obodo-ukwu nke
Shịmnaịlọm.
13 Ma ndị a bụ aha nile nke
obodo-ukwu nile ahụ nke ndị
Leman ndị [a]agbanwere nye
Onye-nwe; ma ndị a bụ ndị ahụ
tọgbọrọ ngwa-ọgụ nile nke
nnupụ-isi ha, e, ngwa-ọgụ ha
nile nke agha; ma ha nile bụ
ndị Leman.
14 Ma ndị Amalek a [a]gbanwe-
ghị ha, ma ọbụghị nanị otu;
ọbụghị ma e nwere onye ọbụla
n'ime [b]ndị Amiulọn; kama ha
mesịrị obi ha ike, na kwa obi
nile nke ndị Leman n'akụkụ ala
ahụ ebe ọbụla ha biiri, e, ma
ọnụmara ha nile na obodo-
ukwu ha nile.
15 Ya mere, anyị akpọwo
aha obodo-ukwu nile nke ndị
Leman nke ha chegharịrị n'ime

5*a* Alma 37:19.
*b* Alma 63:12.
NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
6*a* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.
*b* Alma 27:27.
8*a* Alma 26:3, 31.
12*a* Mosa. 22:8, 11.
13*a* Alma 53:10.
14*a* Alma 24:29.
*b* Mosa. 23:31–39.

ha ma bịa n'ọmụma nke ezi-
okwu ahụ, ma agbanwere ha.
16 Ma ugbua o wee ruo na eze
ahụ na ndị a gbanwere chọrọ
ka ha nwee aha, ka e site n'ebe
ahụ ha ga-egosị ihe dị iche site
n'ebe ụmụnne ha nwoke nile
nọ; ya mere eze ahụ chọrọ ndụ-
mọdụ n'aka Erọn na ọtụtụ ndị
nchụ-aja ha nile, gbasara aha
nke ha ga-akpọkwasị onwe ha,
ka ha wee buru ndị dị iche.
17 Ma o wee ruo na ha kpọrọ
aha ha nile [a]ndị Antai-Nifaị-Li-
haị; ma a na-akpọ ha aha nke a
ma a na kwaghị akpọ ha ndị
Leman.
18 Ma ha malitere ịbụ ndị
nwere mgbalị; e, ma ha na ndị
Nifaị dị na mma; ya mere, ha
meghere mmekọrịta ha na ha,
ma [a]ọbụbụ-ọnụ nke Chineke
esoghịkwa ha ọzọ.

## ISI 24

*Ndị Leman bịara imegide ndị nke Chineke—Ndị Antai-Nifaị-Lihaị wee ñụrịa ọñụ n'ime Kraịst ma ndị mụọ-ozi letara ha—Ha họọrọ ịta-ahụhụ ọnwụ karịa ichekwa onwe ha—Ọtụtụ ndị Leman ọzọ ka a gbanwere. Ihe dịka n'afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na ndị Amalek
na ndị Amiulọn na ndị Leman
ndị nọ n'ala nke Amiulọn, na
kwa n'ala nke Hilam, na ndị nọ
n'ala nke [a]Jerusalem, ma na
mkpirisi, n'ala nile gburu-gbu-
ru, ndị a na-agbanwebeghị ma
ha ebukwasịbeghị onwe ha aha
nke [b]ndị Antai-Nifaị-Lihaị, a
kpalitere ha site na ndị Amalek
na site na ndị Amiulọn ka ha
wee iwe megide ụmụnne ha
nwoke.
2 Ma ịkpọ-asị ha wee sie ike
karịa megide ha, ọbụna nke
mere na ha malitere inupu-isi
megide eze ha, nke mere na
ha-achọghị ka ọ bụrụ eze ha;
ya mere, ha bulitere ngwa-
agha nile megide ndị nke
Antai-Nifaị-Lihaị.
3 Ugbua eze ahụ nyefere
ala-eze ya n'aka nwa ya nwoke,
ma ọ kpọrọ aha ya Antai-Nifaị-
Lihaị.
4 Ma eze ahụ nwụrụ n'ime
otu afọ ahụ nke ndị Leman ma-
litere ime nkwadobe nile maka
agha imegide ndị nke Chineke.
5 Ugbua mgbe Amọn na
ụmụnne ya nwoke na ndị nile
ahụ so ya gbagota hụrụ nkwa-
dobe nile nke ndị Leman ibibi
ụmụnne ha nwoke, ha bịaruru
n'ala nke Midian, ma n'ebe
ahụ Amọn zutere ụmụnne ya
nwoke nile; ma site n'ebe ahụ
ha bịaruru n'ala nke Ịshmel
ka ha wee nwee [a]nzukọ ha na
Lamonaị na kwa ya na nwanne
ya nwoke Antai-Nifaị-Lihaị, ihe
ha ga-eme iji chekwa onwe ha
megide ndị Leman.
6 Ugbua enweghị otu onye
n'etiti ndị ahụ nile ndị agba-
nweworo nye Onye-nwe nke
ga-ebuli ngwa agha nile megi-
de ụmụnne ha nwoke; e-e, ha
achọghị ọbụna ime nkwadobe

17*a* NGAN Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.
18*a* 1 Nif. 2:23; 2 Nif. 30:5–6; 3 Nif. 2:14–16.
**24** 1*a* Alma 21:1.
*b* Alma 25:1, 13.
5*a* Alma 27:4–13.

ọbụla maka agha; e, na kwa eze ha nyere ha iwu ka ha ghara ime.

7 Ugbua, ndị a bụ okwu ndị nke ọ gwara ndị ahụ gbasara ihe ahụ: E kelere m Chineke m, ndị m m hụrụ n'anya, na nnukwu Chineke anyị esitewo n'ịdị mma ya zite ụmụnne anyị ndị a, ndị Nifaị, nye anyị ikwusara anyị ozi-ọma, na ime ka anyị kwere maka [a]omenala nile nke ndị ajọọ nna anyị ha.

8 Ma lee, a na m ekele nnukwu Chineke m na o nyewo anyị oke site na Mụọ ya ime ka obi anyị dị nro, nke mere na anyị emeghewo mmekọrịta anyị na ụmụnne anyị nwoke ndị a, ndị Nifaị.

9 Ma lee, a na kwa m ekele Chineke m, na site n'imeghe mmekọrita nke a e mewo ka anyị kwenye maka [a]mmehie anyị nile, na maka ọtụtụ igbu-mmadụ nke anyị meworo.

10 Ma a na kwa m ekele Chineke m, e, nnukwu Chineke m, na o nyewo anyị ohere ka anyị wee chegharịa maka ihe ndị a nile, na kwa ọ [a]gbagharawo anyị maka ọtụtụ mmehie anyị ndị ahụ na igbu-mmadụ nile nke anyị meworo, ma wepụ [b]ịta-ụta ahụ site n'obi anyị nile, site n'ịdị mma nile nke Ọkpara ya.

11 Ma ugbua lee, ụmụnne m nwoke, ebe ọ bụworo ihe nile nke anyị nwere ike ime (dịka anyị bụụrụ ndị kachasịrị fuo n'ụmụ-mmadụ nile) icheghari site na mmehie nile anyị na ọtụtụ igbu-mmadụ nile nke anyị meworo, na ịrịọ Chineke ka o [a]wepụ ha site n'obi anyị nile, n'ihi na o bụụrụ ihe nile anyị nwere ike ime icheghari nke zuru-oke n'iru Chineke ka o wee bupụrụ anyị ntụpọ anyị—

12 Ugbua, ụmụnne m ndị m kachasịrị hụ n'anya, ebe Chineke bupụworo ntụpọ anyị nile, na mma agha anyị nile adịwo ọcha, mgbe ahụ ka anyị ghara imetọ mma agha anyị ọzọ site n'ọbara nke ụmụnne anyị nwoke.

13 Lee, asị m unu, E-e, ka anyị debe mma agha anyị nile ka a ghara imetọ ha site n'ọbara nke ụmụnne anyị nwoke; n'ihi na eleghị-anya, ọbụrụ na anyị ga-emetọ mma agha anyị ọzọ agaghị [a]asachapụ ha ọcha ọzọ site n'ọbara nke Ọkpara nke nnukwu Chineke anyị, nke a ga awụsa maka aja mgbaghara mmehie nke mmehie anyị nile.

14 Ma nnukwu Chineke ahụ emeworo anyị ebere, ma mee ka anyị mata ihe ndị a nile ka anyị wee ghara ịla n'iyi; e, ma o mewo ka anyị mata ihe ndị a nile tutu ha emee, n'ihi na ọ hụrụ [a]mkpụrụ-obi anyị nile n'anya dịka o siri hụ ụmụ anyị n'anya; ya mere, n'obi ebere ya ọ na-eleta anyị site na ndị mụọ-ozi ya nile, ka e wee mee ka anyị mata [b]atụmatụ nke

7*a* Mosa. 1:5.
9*a* OznỌd. 18:44.
10*a* Dan. 9:9.
*b* ngan Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
11*a* Aisa. 53:4–6.
13*a* Mkpu. 1:5.
14*a* ngan Mkpụrụ-obi—Ọnụ-ahịa nke mkpụrụ-obi nile.
*b* ngan Atụmatụ nke Mgbapụta.

nzọpụta ahụ nye anyị na kwa
nye ọgbọ nile ndị dị n'iru.
15 O, lee ka obi ebere Chineke
anyị dị! Ma ugbua lee, ebe ọ
bụworo dịka anyị nwere ike ime
ka ewepụ ntụpọ anyị nile site
n'arụ anyị, ma mma-agha anyị
nile ka e mere ka ha n'egbuke
egbuke, ka anyị zofuo ha ka
e wee debe ha igbuke egbeke,
dịka ihe mgba-ama nye Chineke
anyị n'ụbọchị ikpe-azụ, ma-ọbụ
n'ụbọchị nke a ga-akpọta anyị
ka anyị guzoro n'iru ya ka ekpe
anyị ikpe, na anyị emetọbeghị
mma-agha anyị n'ọbara nke
ụmụnne anyị nwoke site n'oge
ọ kuziri okwu ya nye anyị ma
mewo ka anyị dị ọcha site na ya.
16 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, ọbụrụ na ụmụnne anyị
nwoke chọọ ibibi anyị, lee, anyị
ga-ezofusị mma-agha anyị nile,
e, ọbụna anyị ga-eli ha n'ime
ala, ka e wee debe ha n'igbuke
egbuke, dịka ihe mgba-ama na
anyị ejitubeghị ha rụọ ọrụ,
n'ụbọchị ikpe-azụ; ma ọbụrụ
na ụmụnne anyị nwoke e bibie
anyị, lee, [a]anyị ga-agakwuru
Chineke anyị ma a ga-azọpụta
anyị.
17 Ma ugbua o wee ruo mgbe
eze ahụ bịaruru na ngwụcha
nke okwu ndị a nile, ma ndị ahụ
nile nọkọtara ọnụ, ha weere
mma agha ha nile, na ngwa-ọgụ
nile nke e jiri kwafuo ọbara
mmadụ, ma ha [a]libara ha n'ime
ime ala.
18 Ma nke a ka ha mere, ebe ọ
bụ n'echiche ha ihe mgba-ama
nye Chineke, na kwa nye ndị
mmadụ, na ọ [a]dịghị mgbe
ọbụla ọzọ ha ga-eji ngwa-ọgụ
nile maka ịkwafu ọbara mma-
dụ; ma nke a ka ha mere,
n'ikwe nkwa na [b]n'ịgba-ndụ
ha na Chineke, na karịa ịkwafu
ọbara nke ụmụnne ha nwoke ha
[c]ga-enyepụ ndụ nke ha n'onwe
ha; ma karịa iwepụnara otu
nwanne nwoke ha ga-enye ya;
ma karịa ibi ndụ ha nile n'ịno
nkịtị ha ga-eji aka ha abụọ rusie
ọrụ ike.
19 Ma otu a anyị hụrụ na,
mgbe e wetara ndị Leman a
ikwere na ịmata ezi-okwu ahụ,
ha [a]kwụsịrị ike, ma ga-ata ahụ-
hụ ọbụna rụọ ọnwụ karịa ime
mmehie; ma otu a anyị hụrụ
na ha liri ngwa-ọgụ ha nile nke
udo, ma-ọbụ ha liri ngwa-ọgụ
nile nke agha, maka udo.
20 Ma o wee ruo na ụmụnne
ha nwoke, ndị Leman, mere
nkwadobe nile maka agha, ma
bịalite ruo n'ala nke Nifaị n'ihi
ebum-n'obi ibibi eze ahụ, na iti-
nye onye ọzọ n'ọnọdụ ya, na
kwa nke ibibi ndị nke Antai-
Nifaị-Lihaị site n'ala ahụ.
21 Ugbua mgbe ndị ahụ hụrụ
na ha na-abịa imegide ha ha
pụtara izute ha, ma [a]dìnaa larịị
n'iru ha, ma malite ịkpọku
aha nke Onye-nwe; ma otu a
ha nọ n'ime omume a mgbe
ndị Leman malitere ịdakwasị
ha, ma malite jiri mma agha
na-egbu ha.
22 Ma otu a n'ezuteghị nguzo-
gide ọbụla, ha gburu otu puku

16*a* Alma 40:11–15.
17*a* Hil. 15:9.
18*a* Alma 53:11.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ.
*c* NGAN Chụọ-aja, Ịchụ-aja.
19*a* NGAN Okwukwe.
21*a* Alma 27:3.

na ise n'ime ha; ma anyị matara
na a gọziri ha, n'ihi na ha aga-
wo ibinyere Chineke ha.
23 Ugbua mgbe ndị Leman
hụrụ na ụmụnne ha achọghị
ịgbalaga site na mma agha ahụ,
ọbụghị ma ha ga-atụgharị n'aka
nri ma-ọbụ n'aka ekpe; ma ha
ga-edịna ala wee [a]laa n'iyi, ma
too Chineke ọbụna n'ime ihe
omume nke ila n'iyi na mma
agha ahụ—
24 Ugbua mgbe ndị Leman
hụrụ nke a ha [a]kwụsịrị site n'i-
gbu ha; ma ha dị ọtụtụ ndị obi
ha nile [b]koworo-eko n'ime ha
n'ihi ụmụnne ha ndị ahụ ndị
daworo n'okpuru mma agha
ahụ, n'ihi na ha chegharịrị n'ihe
ndị ahụ nke ha meworo.
25 Ma o wee ruo na ha tụdara
ngwa-ọgụ ha nile nke agha,
ma ha achọghị iwere ha ọzọ,
n'ihi na a tara ha ahụhụ nke
uche n'ihi igbu mmadụ nile
nke ha meworo; ma ha gbada-
tara ọbụna dịka ụmụnne ha
nwoke, na-adabere n'ebere nke
ndị ahụ nke welitaworo aka ha
igbu ha.
26 Ma o wee ruo na ndị nke
Chineke ndị sonyere ha n'ụbọ-
chị ahụ karịrị ọnụ-ọgụgụ ndị
ahụ e gbuworo; ma ndị ahụ e
gbuworọrịị bụụrụ ndị ezi-omu-
me, ya mere anyị enweghị ihe
mere anyị ga-eji nwe obi abụọ
na [a]azọpụtara ha.
27 Ma enweghị onye ajọọ-
mmadụ e gburu n'etiti ha; kama
e nwere ihe karịrị otu puku ewe-
tara n'ọmụma nke ezi-okwu
ahụ; otu a anyị na-ahụ na Onye-
nwe na-arụ ọrụ [a]n'ọtụtụ ụzọ
inweta nzọpụta nke ndị ya.
28 Ugbua ọnụ-ọgụgụ karịrị
n'ime ndị nke ndị Leman ahụ
nke gburu ọtụtụ n'ime ụmụnne
ha nwoke bụụrụ ndị Amalek
na Amiulọn, nke ọnụ-ọgụgụ
nke karịrị n'ime ha bụụrụ dịka
[a]usoro nke [b]ndị Niho.
29 Ugbua n'etiti ndị ahụ so-
nyere ndị nke Onye-nwe,
enweghị [a]ndị ọbụla bụ ndị
Amiulek ma-ọbụ ndị Amiulọn,
ma-ọbụ ndị bụ nke usoro nke
Niho, kama ha bụrịị ndị sitere
n'agbụrụ nile nke Leman na
Lemuel.
30 Ma otu a anyị nwere ike
ịghọta n'ụdị dị mfe, na mgbe
ndị mmadụ nwetaworo [a]ịgba-
ama site na Mụọ nke Chineke,
ma enwewọrịị nnukwu [b]ọmụ-
ma nke ihe ndị gbasara ezi-omu-
me, ma mgbe ahụ ha [c]adapụwo
banye n'ime mmehie na njehie,
ha wee nwe obi-ike karịa, ma
otu a ọnọdụ ha ga-adị [d]njọ karịa
ka a ga-asị na ha amatabeghị ihe
ndị a nile mbụ.

## ISI 25

*Ibu agha nile nke ndị Leman wee gbasasịa—Mkpụrụ-afọ nke ndị nchụ-aja nke Noa wee laa n'iyi dịka Abịnadaị siri buo amụma—*

23*a* Alma 26:32.
24*a* Alma 25:1.
*b* NGAN Ọmiko.
26*a* Mkpu. 14:13.
27*a* Aisa. 55:8–9; Alma 37:6–7.
28*a* Alma 21:4.
*b* Alma 1:15; 2:1, 20.
29*a* Alma 23:14.
30*a* Mat. 12:45.
*b* Ndị-Hib 10:26; Alma 47:36.
*c* 2 Nif. 31:14; Alma 9:19. NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*d* 2 Pita 2:20–21.

*Ọtụtụ ndị Leman ka a gbanwere ma sonyere ndị nke Antai-Nifaị-Lihaị—Ha kwere na Kraịst ma na-edebe iwu nke Moses. Ihe dịka n'afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

Ma lee, ugbua o wee ruo na
ndị Leman ahụ were iwe karịa
n'ihi na ha egbuwọrịị ụmụnne
ha nwoke; ya mere ha ñụrụ
iyi ịbọ-ụbọ n'arụ ndị Nifaị, ma
ha anwaghị kwa a nwa ọzọ
igbu ndị nke [a]Antai-Nifaị-Lihaị
n'oge ahụ.
2 Mana ha kpọrọ ndị-agha ha
nile ma gafee n'ime oke-ala nile
nke ala nke Zarahemla, ma da-
kwasị ndị ahụ nọ n'ala nke
Amọnaịha, ma [a]bibie ha.
3 Ma mgbe nke a gasịrị, ha
nwere ọtụtụ agha ha na ndị
Nifaị, n'ime nke achụpụrụ ha
ma gbuo ha.
4 Ma n'etiti ndị Leman e gbu-
ru-egbu ka ọ fọdụrụ ntakịrị
ka ọ bụrụ [a]mkpụrụ-afọ nile
nke Amiulọn na ụmụnne ya
nwoke, ndị bụ ndị nchụ-aja nke
Noa, ma e gburu ha site n'aka
nile nke ndị Nifaị;
5 Ma ndị fọdụrụ, ebe ha gbala-
gara baa n'ime ọwụwa-anya-
nwụ ọzara ahụ, ma ebe ha
pụrụworo ike na ikike n'aka ha
n'ebe ndị Leman nọ, mere ka
ọtụtụ ndị Leman wee [a]laa n'iyi
site n'ọkụ n'ihi okwukwe ha—
6 N'ihi ọtụtụ n'ime [a]ha, mgbe
ha taworo ahụhụ nnukwu ntu-
fụ na ọtụtụ mkpagbu, malitere
inwe mkpalite na ncheta nke
[b]okwu nile nke Erọn na ụmụn-
ne ya nwoke kwusaworo ha ozi-
ọma n'ala ha; ya mere ha malite-
re enweghị kwa ntụkwasị obi
na [c]omenala nile nke ndị nna
ha nile, na ikwere n'Onye-nwe,
ma na o nyere ndị Nifaị nnu-
kwu ike; ma otu a enwere ọtụtụ
n'ime ha agbanwere n'ime ọza-
ra ahụ.
7 Ma o wee ruo na ndị ọchịchị
ahụ nile ndị bụ ndị nke fọdụrụ
n'ime ụmụ nke [a]Amiulọn mere
ka e [b]gbuo ha, e, ndị nile ahụ
kwere n'ihe ndị a nile.
8 Ugbua ọgbụgbu ndị nke
Kraịst mere na ọtụtụ n'ime
ụmụnne ha nwoke ka akpasu-
ru iwe; ma a malitere inwe
ndọrọ-ndọrọ n'ime ọzara ahụ;
ma ndị Leman malitere [a]ịchụ
nta mkpụrụ-afọ nke Amiulọn
na ụmụnne ya nwoke ma mali-
te igbu ha; ma ha gbabara
n'ime ọzara nke ọwụwa-anya-
nwụ ahụ.
9 Ma lee a na-achụ nta ha
n'ụbọchị taa site na ndị Leman.
Otu a okwu nile nke Abịnadaị
ka e wetara na mmezu, nke o
kwuru gbasara mkpụrụ-afọ nke
ndị nchụ-aja nile ndị mere ka ọ
taa ahụhụ ọnwụ site n'ọkụ.
10 N'ihi na ọ sịrị ha: Ihe unu
[a]ga-eme m ga-abụ ụdị nke ihe
nile ga-abịa.
11 Ma ugbua Abịnadaị bụ onye-
mbụ nke tara ahụhụ [a]ọnwụ
site n'ọkụ n'ihi okwukwe ya na

**25** 1*a* NGAN Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.
2*a* Alma 8:16; 16:9.
4*a* Mosa. 23:35.
5*a* Mosa. 17:15.
6*a* NB ndị Leman.
*b* Alma 21:9.
*c* Alma 26:24.
7*a* Alma 21:3; 24:1, 28–30.
*b* NGAN Ogbugbu n'ihi Okwukwe, Onye e Gburu n'ihi Okwukwe ya na Jisus Kraịst.
8*a* Mosa. 17:18.
10*a* Mosa. 13:10.
11*a* Mosa. 17:13.

Chineke; ugbua nke a bụ ịhe ọ
na-akọwa maka ya, na ọtụtụ
ga-ata ahụhụ ọnwụ site n'ọkụ,
dịka ọ taworo.
12 Ma ọ sịrị ndị nchụ-aja
Noa ahụ nile na mkpụrụ-afọ
ha ga-eme ọtụtụ ka e gbuo ha,
n'otu ụdị ahụ e gburu ya, ma na
ha ga-agbasasị na mba ọzọ ma
e gbuo ha, ọbụna dịka atụrụ
na-enweghị onye ọzụzụ a na-
achụ ma na-egbu ha site na ajọọ
anụ ọhịa nile; ma ugbua lee,
okwu ndị a nile ka a chọpụtara,
n'ihi na a na-achụ ha site na ndị
Leman, ma a chụrụ nta ha, ma a
kụgbuo ha.
13 Ma o wee ruo na mgbe
ndị Leman hụrụ na ha enweghị
ike imeri ndị Nifaị, ha lagha-
chịrị ọzọ n'ala nke aka ha; ma
ọtụtụ n'ime ha gafetara ibi
n'ala nke Ịshmel na n'ala nke
Nifaị, ma jikọta onwe ha na ndị
nke Chineke, ndị bụ ndị nke
[a]Antai-Nifaị-Lihaị.
14 Ma ha [a]lịkwara ngwa-
ọgụ ha nile nke agha, dịka
ụmụnne ha nwoke meworo,
ma ha malitere ịbụ ndị ezi-
omume; ma ha gara ije n'ụzọ
nile nke Onye-nwe, ma ha che-
tara idebe iwu-nsọ ya nile na
usoro-iwu ya nile.
15 E, ma ha debere iwu nke
Moses; n'ihi na ọ dị mkpa na
ha ga na-edebegodị iwu nke
Moses, n'ihi na emezubeghị ha
nile. Mana na-agbanyeghị [a]iwu
nke Moses, ha na-ele anya ọbị-
bịa nke Kraịst, na-atule na iwu
nke Moses bụ [b]ụdị nke ọbịbịa
Ya, ma na-ekwere na ha ga-ede-
be [c]emume nile a na-ahụ anya
ruo oge ahụ nke a ga-ekpughe
ya nye ha.
16 Ugbua ha echeghị na [a]nzọ-
pụta ga-abịa site [b]n'iwu nke
Moses; kama iwu nke Moses
zuru imesi okwukwe ha na
Kraịst ike; ma otu a ha jidere
[c]olile-anya site n'okwukwe, ruo
na nzọpụta ebighi-ebi, na-ada-
bere na Mụọ nke ibu-amụma,
nke kwuru maka ihe ndị ahụ
nile ga-abia.
17 Ma ugbua lee, Amọn, na
Erọn, na Ọmna, na Hịmnaị, na
ụmụnne ha ndị nwoke ñụrịrị
ọñụ karịa, n'ihi ọga n'iru nke ha
nwere n'etiti ndị Leman, na-ahụ
na Onye-nwe emeworo ha dịka
[a]ekpere ha nile siri dị, ma na ọ
chọpụtakwara okwu ya nye ha
n'ihe nile.

## ISI 26

*Amọn na-enwe añụrị n'ime Onye-nwe—Ndị okwukwe ka Onye-nwe na-agba ume ma a na-enye ha ọmụma ihe—Site n'okwukwe ndị mmadụ nwere ike iweta ọtụtụ puku mkpụrụ-obi na nchegharị—Chineke nwere ike nile ma na-aghọta ihe nile nke ọma. Ihe dịka n'afo 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, ndị a bụ okwu nile
nke Amọn nye ụmụnne ya
nwoke, nke sịrị otu a: Ụmụnne
afọ m ndị nwoke na ụmụnne m

13*a* Alma 23:16–17.
14*a* Alma 24:15; 26:32.
15*a* Jekọb 4:5; Jarọm 1:11.
NGAN Iwu nke Moses.
*b* Mosa. 3:14–15; 16:14.
*c* Mosa. 13:29–32.
16*a* Mosa. 12:31–37; 13:27–33.
*b* 2 Nif. 11:4.
*c* 1 Ndị-Tes. 5:8–9.
17*a* Alma 17:9.

nwoke, lee asị m unu, lee nnu-
kwu ihe mere anyị jiri kwesi
iñụrị ọñụ; n'ihi na anyị gaara
eche mgbe anyị [a]malitere site
n'ala nke Zarahemla na Chineke
gara rịị enye anyị oke nnukwu
ngọzi nile?
2 Ma ugbua, a na m ajụ, olee
nnukwu ngọzi nile ka ọ nyewo-
ro anyị? Unu nwere ike ịkọ?
3 Lee, a na m azachitara unu;
n'ihi ụmụnne anyị ndị nwoke,
ndị Leman, nọọrọ n'ọchịchịrị,
e, ọbụna n'ime olulu ala mụọ
gbakarịrị ọchịchịrị, ma na lee
[a]ole n'ime ha ka a kpọtara ịhụ
ihe oke ịtụ-n'anya nke Chineke
ahụ! Ma nke a bụ ngọzi ahụ
nke a wụkwasịworo anyị, na e
mewo anyị [b]ngwa ọrụ n'aka
nke Chineke iji wepụta nnu-
kwu ọrụ a.
4 Lee, [a]ọtụtụ puku n'ime ha
na-añụrị ọñụ, ma ewebatawo
ha n'ime otu nke Chineke.
5 Lee, [a]ubi ahụ chara-acha, ma
ngọzi ka unu dị, n'ihi na unu
kwabara [b]mma iwe ihe ubi ahụ,
ma ghọọ site n'ume unu, e,
ogologo ụbọchị nile ka unu
rụrụ ọrụ; ma lee ọnụ ọgụgụ
nke [c]ukwu-ọka unu nile! Ma a
ga-ekpokọta ha n'ime ọba-ọka
nile, ka ha ghara imebi.
6 E, ebili mmiri agaghị etịda
ha n'ụbọchị ikpe-azụ ahụ; e,
ọbụghị ma a ga-efopụ ha site
n'ifufe gburu gburu nile, kama
mgbe [a]ebili mmiri bịara a ga-
ekpokọta ha ọnụ n'ebe ndebe
ha, nke mere na ebili mmiri
enweghị ike ịbanyekwuru ha;
e, ọbụghị ma a ga-eji ifufe dị
egwu bụga ha ebe ọbụla onye
iro ahụ chọrọ iburu ha gaa.
7 Mana lee, ha nọ n'aka abụọ
nke Onye-nwe nke [a]owuwe-ihe-
ubi, ma ha bụ nke ya; ma ọ [b]ga-
ekulite ha n'ụbọchị ikpe-azụ
ahụ.
8 Ngọzi na-adịrị aha nke
Chineke anyị; ka anyị [a]bụọ abụ
ito ya, e, ka anyị nye aha nsọ ya
[b]ekele, n'ihi na ọ na-arụ ọrụ ezi-
omume ruo mgbe nile.
9 N'ihi na ọ bụrụ na anyị apụ-
taghị site n'ala nke Zarahemla,
ụmụnne anyị nwoke a anyị
hụrụ n'anya ezie, ndị nke hụ-
woro anyị n'anya ezie, gara
anọgiderịrị [a]n'ịkpọ-asị megide
anyị, e, ma ha gakwara abụ ndị
ana maghị-ama nye Chineke.
10 Ma o wee ruo na mgbe
Amọn kwuworo okwu ndị a
nile, nwanne ya nwoke Erọn
baara ya mba, na-asị: Amọn,
egwu na-atụ m na obi-ụtọ gị
ebubawo gị n'itu-ọnụ.
11 Mana Amọn sịrị ya: Anaghị
m [a]etu-ọnụ n'ike nke onwe m,
ma-ọbụ na amamihe nke onwe
m; kama lee, [b]ọñụ m juru eju, e,
obi m jubigara-oke n'ọñụ, ma a
ga m añụrị n'ime Chineke m.
12 E, a matara m na m bụ

**26** 1*a* Mosa. 28:9; Alma 17:6–11.
3*a* Alma 23:8–13.
*b* 2 Ndị-Kọ 4:5; Mosa. 23:10.
4*a* Alma 23:5.
5*a* Jọn 4:35–37; OznỌd. 4:4.
*b* Joel 3:13.
*c* OznỌd. 33:7–11; 75:2, 5.
6*a* Hil. 5:12; 3 Nif. 14:24–27.
7*a* ngan Owuwe-ihe-ubi.
*b* Mosa. 23:22; Alma 36:28.
8*a* OznỌd. 25:12.
*b* ngan Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
9*a* Mosa. 28:1–2.
11*a* 2 Ndị-Kọ 7:14.
*b* OznỌd. 18:14–16. ngan Ọ̀hụ̀.

ihe efu; ọbụrụ ma ike m adịghị m ike; ya mere agaghị m [a]etu ọnụ site n'onwe m, kama a ga m etu-ọnụ site na Chineke m, n'ihi na site [b]n'ike ya enwere m ike ime ihe nile; e, lee, ọtụtụ ọrụ-ebube buru ibu ka anyị rụworo n'ala nke a, nke anyị ga-eji nye aha ya otuto ruo mgbe nile.
13 Lee, puku ole n'ime ụmụnne anyị nwoke ka ọ tọpụworo site n'ihe mgbu nile nke [a]ala mụọ; ma akpọtawo ha [b]ibụ-abụ ịhụ-n'anya nke mgbapụta, ma nke a n'ihi ike nke okwu ya nke dị n'ime anyị, ya mere anyị enweghị nnukwu ihe mere anyị ga-eji añụrị ọnụ?
14 E, anyị nwere ihe mere anyị ga-eji na-eto ya ruo mgbe nile, n'ihi na o bụ Chineke kachasị elu, ma ọ tọpụwo ụmụnne anyị nwoke site [a]n'ụdọ-igwe nile nke ala mụọ.
15 E, e jiri ọchịchịrị mgbe nile na-adigide na mbibi gbaa ha gburu-gburu; ma lee, ọ kpọbatawo ha n'ime [a]ìhè mgbe nile na-adigide ya, e, n'ime nzọpụta mgbe nile na-adigide; ma e jiri uju nke ịhụ-n'anya ya n'enweghị atụ gbaa ha gburu-gburu; e, ma anyị abụrụwọrịị ngwa-ọrụ n'aka ya abụọ nke ịrụ nnukwu na ọrụ dị ịtụ n'anya nke a.
16 Ya mere, [a]ka anyị ñụrịa, e, anyị [b]ga-añụrị ọñụ n'ime Onye-nwe; e, anyị ga añụrị, n'ihi na ọñụ anyị juru eju; e, anyị ga-eto Chineke anyị ruo mgbe nile. Lee, onye nwere ike inwe ọñụ karịa n'ime Onye-nwe? E, onye nwere ike ikwu okwu karịa maka nnukwu ike ya, na maka [c]ebere ya, na maka ogologo-ntachi-obi ya n'ebe ụmụ nke mmadụ nọ? Lee, asị m unu, enweghị m ike ikwu akụkụ nke kachasị ntakịrị nke otu o siri metụ m.
17 Onye gaara eche na Chineke anyị gaara enwe oke obi ebere nke ịnapụta anyị rịị site n'ọnọdụ dị egwu, nke mmehie, na nke emerụrụ emerụ?
18 Lee, anyị gaghariri ọbụna n'iwe, jiri nnukwu mmaja nile [a]ibibi nzukọ-nsọ ya.
19 O mgbe ahụ, gịnị mere ọ ranyeghị anyị n'aka mbibi dị egwu, e, gịnị mere o meghị ka mma agha nke ikpe zịrị ezi ya dakwasị anyị, ma ma anyị ikpe ịda mba ebighi-ebi?
20 O, mkpụrụ-obi m, dịka otu o siri dị m, na-agbafu n'echiche. Lee, ọ wụkwasịghị anyị ikpe zịrị-ezi ya, kama na nnukwu ebere ya ọ kpọfetawo anyị [a]n'ọlụlụ mgbe nile na-adigide nke ọnwụ na nhuju-anya, ọbụna ruo na nzọpụta nke mkpụrụ-obi anyị nile.
21 Ma ugbua lee, ụmụnne m nwoke, olee mmadụ nke [a]ụdị okike nke matara ihe ndị a nile? Asị m unu, ọdịghị onye ọbụla [b]matara ihe ndị a, ma ọbụghị onye chegharịrị.

12*a* Jer. 9:24; Alma 29:9.
*b* Abụọma 18:32–40; Ndị-Fil. 4:13; 1 Nif. 17:3.
13*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Alma 5:26.
14*a* Alma 12:11.
15*a* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
16*a* Ndi Rom 15:17; 1 Ndị-Kọ 1:31.
*b* 2 Ndị-Kọ 10:15–18; OznỌd. 76:61.
*c* Abụọma 36:5–6.
18*a* Mosa. 27:8–10.
20*a* 2 Nif. 1:13; Hil. 3:29–30.
21*a* NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
*b* 1 Ndị-Kọ 2:9–16; Jekọb 4:8.

22 E, onye nke [a]chegharịworo ma na-egosị [b]okwukwe, ma na-ewepụta ọrụ ọma nile, ma na-ekpe ekpere esepụghị aka, na-enweghị nkwusị—ụdị ndị a ka a na-enye ịmata [c]ihe omimi nile nke Chineke; e, ụdị ndị a ka enyere ikpughe ihe nile nke na-adịbeghị mgbe ekpughere ha; e, ma a ga-enye ụdị ahụ iweta ọtụtụ puku mkpụrụ-obi nile na nchegharị, ọbụna dịka e nyeworo anyị iweta ụmụnne anyị nwoke ndị a na nchegharị.
23 Ugbua unu chetara, ụmụnne m nwoke, na anyị gwara ụmụnne anyị nwoke n'ala nke Zarahemla, na anyị na-agalite n'ala nke Nifaị, ikwusara ụmụnne anyị nwoke, ndị Leman ozi-ọma, ma ha chịrị anyị ọchị nleli?
24 N'ihi na ha sịrị anyị: Unu chere na unu ga-eweta ndị Leman n'ọmụma nke ezi-okwu ahụ? Unu chere na unu ga-enwe ike mee ka ndị Leman kwenye maka abụghị ezi-okwu nke [a]omenala nile nke ndị nna ha, [b]ndị na-akpo-ekwe-nkụ dịka ha bụ; ndị obi ha nile nwere mmasị n'ịkwafu ọbara; ndị jiriworo ụbọchị ha nile mee ajọọ-omume kachasị ibe ya; ndị ụzọ ha nile buwororịị ụzọ nile nke onye njehie site na mmalite? Ugbua ụmụnne m nwoke, unu chetara na nke a bụ asụsụ ha.
25 Ma nke ka nke ha sịrị: Ka anyị welite ngwa ọgụ nile megide ha, ka anyị wee bibie ha na ajọọ-omume ha site n'ala ahụ, adịghị ama-ama ha achụfee anyị ma bibie anyị.
26 Mana lee, ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, anyị bịara n'ime ọzara ahụ n'ebụghị n'obi ibibi ụmụnna anyị nwoke, kama buru n'obi na eleghị anya anyị ga-azọpụta ụfọdụ ole na ole n'ime mkpụrụ-obi ha nile.
27 Ugbua mgbe obi anyị nile dara mba ma anyị chọrọ ka anyị tụgharịa azụ, lee, Onyenwe [a]kasiri anyị obi, ma sị: Gaa n'etiti ụmụnne unu nwoke, ndị Leman, ma jiri [b]ndidi die [c]mkpagbu unu nile, ma a ga m enye unu mmeri.
28 Ma ugbua lee, anyị abịawo, ma nọdụwo n'etiti ha; ma anyị enweworịị ndidi n'ịta ahụhụ anyị nile, ma anyị atawo ụdi ahụhụ ịnọ n'ụkọ ọbụla; e, anyị agawo njem site n'ụlọ ruo n'ụlọ, na-adabere n'ebere nile nke ndị ụwa—ọbụghị n'ebere nile nke ndị ụwa nanị kama n'ebere nile nke Chineke.
29 Ma anyị abawo n'ime ụlọ ha nile ma kuziere ha, ma anyị akụziworo ha n'okporo-ụzọ ha nile; e, ma anyị akụziworo ha n'elu ugwu ha nile, ma anyị abawo kwa n'ime temple ha na ụlọ-nzukọ ha nile ma kuziere ha; ma achụpụwo anyị, ma kwaa anyị emu, ma bụkwasị anyị ọnụ mmiri, ma kụọ anyị aka na nti abụọ; ma atụwo anyị okwute, ma kpọrọ anyị ma kee anyị ụdọ nile siri ike,

22*a* Alma 36:4–5.
NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* NGAN Okwukwe.
*c* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
24*a* Mosa. 10:11–17.
*b* Mosa. 13:29.
27*a* Alma 17:9–11.
*b* NGAN Ndidi.
*c* Alma 20:29–30.
NGAN Ihe Isi-ike.

ma tụba anyị n'ime ụlọ mkpọ-
rọ; ma site n'ike na amamihe
nke Chineke azọpụtawo anyị
n'ime ụlọ mkpọrọ; ma site
n'ike na amamihe nke Chineke
azọpụtawo anyị ọzọ.
30 Ma anyị atawo ahụhụ ụdị
mkpagbu nile dị iche iche, ma
ihe a nile, na eleghị anya anyị
nwere ike ịbụ ụzọ a ga-esi na-
pụta ụfọdụ mkpụrụ-obi; ma
anyị chere na [a]ọṅụ anyị ga-eju-
pụta ma ọbụrụ na eleghị anya
anyị nwere ike ịbụ ụzọ a ga-esi
zọpụta ụfọdụ.
31 Ugbua lee, anyị nwere ike
ilegharị anya ma hụ mkpụrụ
nile nke ọrụ anyị nile; ma ha dị
ole na ole? Asị m unu, E-e, ha dị
[a]ọtụtụ; e, ma anyị nwere ike
ịgba-ama maka ịbụ ezi-okwu
ha, n'ihi ịhụ-n'anya ha n'ebe
ụmụnne ha nwoke nọ na kwa
n'ebe anyị nọ.
32 N'ihi na lee, ọ gaara aka
mma ha iji ndụ ha [a]chụọ aja ka-
rịa ọbụna iwere ndụ nke onye-
iro ha; ma ha [b]eliwo ngwa-ọgụ
na nile nke agha n'ime ime ala,
n'ihi ịhụ-n'anya ha n'ebe
ụmụnne ha nwoke nọ.
33 Ma ugbua lee asị m unu,
enwewo oke nnukwu ịhụ-n'a-
nya ha otu a n'ala ahụ nile? Lee,
asị m unu, E-e, enwebeghị, ọbụ-
na n'etiti ndị Nifaị nile.
34 N'ihi na lee, ha ga-ewelite
ngwa agha nile megide ụmụn-
ne ha nwoke; ha agaghị ekwe
onwe ha ka egbuo ha. Mana lee
ole n'ime ndị a tọgbọworo ndụ
ha nile; ma anyị matara na ha
agakwuruwo Chineke ha, n'ihi
ịhụ-n'anya ha na maka asị ha
kpọrọ mmehie.
35 Ugbua ọ bụ na anyị enwe-
ghị ihe mere anyị ga-eji ṅurịa
ọṅụ? E, asị m unu, ọdịghị mgbe
enwere ndị mmadụ ndị nwere
nnukwu ihe mere ha ga-eji ṅụ-
rịa-ọṅụ dịka anyị, site na mgbe
ụwa malitere, e, ma ọṅụ m ebu-
pụwo m, ọbụna ruo n'itu ọnụ
n'ime Chineke m; n'ihi na o
nwere ike [a]nile, amamihe nile,
na nghọta nile; ọ [b]na-aghọta ihe
nile, ma-ọbụ [c]Onye ebere, ọbụ-
na ruo nzọpụta, nye ndị ga-
echegharị ma kwere n'aha ya.
36 Ugbua ọbụrụ na nke a bụ
itu ọnụ, ọbụna otu ahụ ka m
ga-etu ọnụ; n'ihi na nke a bụ
ndụ m na ìhè m, ọṅụ m na nzọ-
pụta m, na mgbapụta m site na
nhuju-anya mgbe nile na-adigi-
de. E, ngọzi dịrị aha nke Chineke
m, onye na-echeta ndị a, ndị
bụ [a]ngalaba nke osisi nke Israel,
ma efuworịị site n'arụ ya n'ala
ọzọ; e, asị m, ngọzi na-adịrị aha
nke Chineke m, onye nọworọrịị
na-echeta anyị, [b]ndị na-akpa-
gharị n'ala ọzọ.
37 Ugbua ụmụnne m nwoke,
anyị hụrụ na Chineke na-eche-
ta [a]ndị ọbụla, n'ala ọbụla ha ga-
anọ n'ime ya; e, ọ na-agụ ndị ya
ọnụ, ma afọ ebere ya nile zuru
n'ụwa nile. Ugbua nke a bụ ọṅụ
m, na nnukwu inye-ekele m; e,

30*a* OznỌd. 18:15–16.
31*a* Alma 23:8–13.
32*a* Alma 24:20–24.
*b* Alma 24:15.
35*a* NGAN Ike.
*b* OznỌd. 88:41.
*c* NGAN Ebere, Obi-ebere.
36*a* Jen. 49:22–26; Jekọb 2:25; 5:25.
*b* Jekọb 7:26.
37*a* Ọlndoz. 10:34–35; 2 Nif. 26:33.

ma a ga m enye Chineke m ekele ruo mgbe nile. Amen.

## ISI 27

*Onye-nwe wee nye Amọn iwu idu ndị nke Antai-Nifaị-Lihaị ruo na nchekwa—N'izute Alma, ọṅụ Amọn wee werechaa ume ya—Ndị Nifaị wee nye ndị Antai-Nifaị-Lihaị ala nke Jeshọn—Akpọrọ ha ndị nke Amọn. Ihe dịka n'afọ 90 ruo 77 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na mgbe ndị Leman ahụ ndị gaworo n'agha imegide ndị Nifaị chọpụtaworo, mgbe ọtụtụ mgbalị ha nile ibibi ha gwụchaworo, na ọ bụ n'efu ịchọ mbibi ha, ha laghachịrị ọzọ n'ala nke Nifaị.
2 Ma o wee ruo na ndị Amiulek, n'ihi ntufu ha, were iwe karịa. Ma mgbe ha hụrụ na ha enweghị ike ịchọ ịbọ ụbọ site n'aka ndị Nifaị, ha malitere ịkpasu ndị obodo iwe megide [a]ụmụnne ha nwoke, ndị nke [b]Antai-Nifaị-Lihaị; ya mere ha malitere ọzọ ibibi ha.
3 Ugbua ndị a [a]jukwara ọzọ iwere ngwa-agha ha nile, ma ha hapụrụ onwe ha ka egbuo ha ochicho nile nke ndị iro ha siri dị.
4 Ugbua mgbe Amọn na ụmụnne ya nwoke hụrụ ọrụ nke mbibi a n'etiti ndị ha hụchasịrị n'anya nke ukwuu, na n'etiti ndị nke hụchasịrị ha n'anya nke ukwuu—n'ihi na emesoro ha omume dịka ha bụ ndị mụọ-ozi ezitara site n'ebe Chineke nọ ịzọpụta ha site na mbibi mgbe nile na-adigide—ya mere, mgbe Amọn na ụmụnne ya nwoke hụrụ nnukwu ọrụ nke mbibi a, obi ọmiko nuru ha, ma ha [a]sịrị eze ahụ:
5 Ka anyị kpọkọta ndị nke Onye-nwe a ọnụ, ma ka anyị gbadaruo n'ala nke Zarahemla ga kwuru ụmụnne anyị nwoke ndị Nifaị, ma gbapụ site n'aka nile nke ndị iro anyị, nile ka a ghara ibibi anyị.
6 Mana eze ahụ sịrị ha: Lee, ndị Nifaị ga-ebibi anyị, n'ihi ọtụtụ igbu mmadụ nile na mmehie nile anyị meworo megide ha.
7 Ma Amọn sịrị: A ga m a ga ma jụta Onye-nwe, ma ọbụrụ na ọ sị anyị, gbada kwuru ụmụnne anyị nwoke, unu ga-eje?
8 Ma eze ahụ sịrị ya: E, ọbụrụ na Onye-nwe sị anyị gaa, anyị ga-agbadakwuru ụmụnne anyị nwoke, ma anyị ga-abụ ndị oru ha ruo mgbe anyị ga-edoziri ha ọtụtụ igbu-mmadụ nile na mmehie nile nke anyị meworo megide ha.
9 Mana Amọn sịrị ya: O megidere iwu nke ụmụnne anyị nwoke, nke nna m hiwere, na a ga-enwe [a]ndị oru n'etiti ha; ya mere ka anyị gbada ma dabere na ebere nile nke ụmụnne anyị nwoke.
10 Mana eze ahụ sịrị ya: Jụta Onye-nwe, ma ọbụrụ na ọ sị anyị gaa, anyị ga-aga; ma ọdịghị otu a anyị ga-ala-n'iyi n'ala ahụ.
11 Ma o wee ruo na Amọn

**27** 2*a* Alma 43:11.
*b* Alma 25:1.
NGAN Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.
3*a* Alma 24:21–26.
4*a* Alma 24:5.
9*a* Mosa. 2:13; 29:32, 38, 40.

gara ma jụta Onye-nwe, ma
Onye-nwe sịrị ya:
12 Kpọpụ ndị a site n'ala nke
a, ka ha ghara ịla n'iyi; n'ihi na
Setan jisiri aka ike n'obi nile
nke ndị Amalek, ndị na-akpasu
ndị Leman iwe megide ụmụn-
ne ha nwoke igbu ha; ya mere
pụọ gị site n'ala nke a; ma ngọ-
zi na-adịrị ndị a n'ọgbọ nke a,
n'ihi na a ga m echekwa ha.
13 Ma ugbua o wee ruo na
Amọn gara ma gwa eze ahụ
okwu nile ahụ nke Onye-nwe
gwaworo ya.
14 Ma ha kpọkọtara ọnụ ndị
nke ha nile, e, ndị nke Onye-
nwe nile, ma kpọkọta ọnụ igwe-
atụrụ ha nile na igwe-anumanu
nile, ma pụọ site n'ala ahụ, ma
bịarute n'ime ọzara ahụ nke
kewara ala nke Nifaị site n'ala
nke Zarahemla, ma bịafeta nso
oke-ala nile nke ala ahụ.
15 Ma o wee ruo na Amọn
sịrị ha: Lee, mụ na ụmụnne m
nwoke ga-agaru n'ime ala nke
Zarahemla, ma unu ga-anọgide
n'ebe a ruo mgbe anyị ga-ala-
ghachị; ma anyị ga-anwale obi
nile nke ụmụnne anyị nwoke,
ma ha ga-achọ ka unu bata
n'ime ala ha.
16 Ma o wee ruo na dịka
Amọn na-agaba n'ime ala ahụ,
na ya na ụmụnne ya zutere
Alma, n'ofe [a]ebe ahụ nke ekwu-
woro okwu gbasara ya; ma lee,
nke a bụ nzukọ aṅụrị.
17 Ugbua [a]ọṅụ nke Amọn dịrị
oke ukwuu ọbụna na o juru
eju; e, elomiri ya n'ime ọṅụ nke
Chineke ya, ọbụna ruo [b]n'iwe-
recha ike ya; ma ọ dakwara
[c]ọzọ n'ala.
18 Ugbua nke a ọbụghị ọṅụ
karịrị akarị? Lee, nke a bu ọṅụ
nke na-adịghị onye na-anata ya
ma ọbụghị onye nwere ezigbo
nchegharị na onye ji obi umea-
la na-achọ aṅụrị.
19 Ugbua ọṅụ nke Alma n'izu-
te ụmụnne ya nwoke dị ezigbo
ukwuu, na kwa ọṅụ nke Erọn,
nke Ọmna, na Hịmnaị; mana
lee ọṅụ ha abụghị nke ga-akarị
ike ha.
20 Ma ugbua o wee ruo na
Alma duuru ụmụnne ya nwo-
ke laghachị azụ ruo n'ala nke
Zarahemla; ọbụna ruo n'ụlọ nke
onwe ya. Ma ha gara ma gwa
[a]onye-isi-ikpe ihe nile nke me-
woro ha n'ala nke Nifaị ahụ,
n'etiti ụmụnne ha nwoke, ndị
Leman.
21 Ma o wee ruo na onye-isi-
ikpe ahụ zipụrụ ọkwa n'akụkụ
ala ahụ nile, na-achọ olu nke ndị
ahụ gbasara ịnabata ụmụnne ha
nwoke, ndị bụ ndị nke Antai-
Nifaị-Lihaị.
22 Ma o wee ruo na olu nke ndị
ahụ bịara, na-asị: Lee, anyị ga-
enyepu ala nke Jeshọn, nke dị
nọ n'owuwa anyanwụ n'akụkụ
osimiri nta ahụ, nke jikọrọ ala
Uju ahụ, nke dị na ndịda-ndịda
nke ala Uju ahụ; ma ala nke
a Jeshọn bụ ala nke anyị ga-
enye ụmụnne anyị nwoke n'ihe
nketa.
23 Ma lee, anyị ga-edebe
ndị-agha anyị nile n'etiti ala
nke Jeshọn na ala nke Nifaị, ka
anyị wee chekwa ụmụnne anyị

16*a* Alma 17:1–4.
17*a* NGAN Ọṅụ.
*b* 1 Nif. 1:7.
*c* Alma 19:14.
20*a* Alma 4:16–18.

nwoke n'ala nke Jeshọn; ma nke a ka anyị na-emere ụmụnne anyị nwoke, n'ihi egwu ha tụrụ ibuli ngwa-ọgụ megide ụmụnne ha nwoke adịghị amaama ka ha ghara ime mmehie; ma nnukwu ịtụ egwu ha nke a bịara n'ihi nchegharị dị mkpa nke ha nwetaworo, n'ihi ọtụtụ igbu mmadụ ha nile na ajọọomume ha dị egwu.
24 Ma ugbua lee, nke a ka anyị ga-emere ụmụnne anyị nwoke, ka ha wee keta ala Jeshọn; ma anyị ga-eche ha nche site n'aka ndị iro ha nile jiri ndị-agha anyị nile, n'ọnọdụ na ha ga-enye anyị ụfọdụ n'ihe onwunwe ha iji nyere anyị aka ka anyị wee kwado ndị-agha anyị nile.
25 Ugbua, o wee ruo na mgbe Amọn nụworo nke a, ọ laghachịkwuru ndị nke Antai-Nifaị-Lihaị, na kwa Alma soro ya, baa n'ime ọzara ahụ, ebe ha runyeworo ụlọ-ịkwuu ha nile, ma mee ka ha mata ihe ndị a nile. Ma Alma kwa kọọrọ ha [a]mgbanwe ya, ya na Amọn na Erọn, na ụmụnne ya nwoke.
26 Ma o wee ruo na o butere nnukwu ọñụ n'etiti ha. Ma ha gbadara n'ime ala nke Jeshọn ahụ, ma nwere ọnwụnwe ala nke Jeshọn ahụ; ma ndị Nifaị kpọrọ ha ndị nke Amọn; ya mere e jiri aha ahụ hụba ha ama mgbe emechara.
27 Ma ha nọ n'etiti ndị nke Nifaị, na kwa agụnyere ha n'etiti ndị bụ ndị nke nzukọ-nsọ nke Chineke. Ma ahụbakwara ha ama n'ihi ọnunu ọkụ n'obi ha n'ebe Chineke nọ, na kwa n'ebe mmadụ nọ; n'ihi na ha zuru oke [a]n'ịkwụwa aka ọtọ ma guzoro kwem n'ihe nile, ma ha [b]kwusịrị ike n'okwukwe nke Kraịst ahụ, ọbụna ruo n'ọgwụgwụ.
28 Ma ha lekwasịrị ịkwafu ọbara nke ụmụnne ha nwoke anya jiri ịkpọ nnukwu asị; ma enweghị ike ịgbanwe ha ibulite ngwa-agha megide ụmụnne ha nwoke; ma onweghị mgbe ọbụla ha jiri oke egwu lekwasị ọnwụ anya, n'ihi olile-anya ha na echiche ha nile maka Kraịst na mbilite n'ọnwụ ahụ; ya mere, elomiwo ọnwụ nye ha site na mmeri nke Kraịst meriri ya.
29 Ya mere, ha nwere ike ịta ahụhụ [a]ọnwụ n'ụzọ kachasị sie ike ma nye nnukwu nsogbu nke e nwere ike ịkwagide site n'aka ụmụnne ha nwoke, tutu ha ga-enwe ike iwere mma-agha maọbụ mma agha rọrọ arọ igbu ha.
30 Ma otu a ha bụ ndị nwere ọnụnụ ọkụ n'obi na ndị a hụrụ n'anya, ndị nwetara afọ-ọma dị elu nke Onye-nwe.

## ISI 28

*Emeriri ndị Leman n'agha dị egwu—Iri iri puku nile ka e gburu—Ndị ajọọ-omume ka e nyefere ịnọ n'ọnọdụ ahụhụ agwụgh-agwụ; ndị ezi-omume ga-enweta añụrị naadịghị agwụ-agwụ. Ihe dịka n'afọ 77 ruo 76 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe e hiweworo ndị nke Amọn n'ala

25*a* Mosa. 27:10–24.
27*a* NGAN Ịkwụ Ọtọ, Kwụ-ọtọ.
*b* Alma 23:6.
29*a* Alma 24:20–23.

nke [a]Jeshọn ahụ, ma hiwekwa
otu nzukọ-nsọ n'ala nke Jeshọn
ahụ, ma ndị-agha nke ndị Nifaị
ka e debere gburu-gburu ala
nke Jeshọn ahụ, e, n'oke ala
nile ahụ gburu-gburu ala nke
Zarahemla; lee ndị-agha nke
ndị Leman esorowọrịị ụmụnne
ha nwoke baa n'ime ọzara ahụ.
2 Ma otu a e nwere nnukwu
agha; e, ọbụna otu nke a otu o
sila dị mbụ n'etiti ndị nile ahụ
nọ n'ala ahụ site n'oge Lihaị ha-
pụrụ Jerusalem; e, ma iri iri
puku nile nke ndị Leman ka e
gburu ma chụsasịa n'obodo ọzọ.
3 E, ma kwa e nwere nnukwu
ogbugbu n'etiti ndị Nifaị ahụ;
otu o sila dị, ndị Leman ahụ
ka a [a]chụpụrụ ma chụsasịa, ma
ndị nke Nifaị laghachịrị ọzọ
n'ala ha.
4 Ma ugbua nke a bụ oge
nke enwere nnukwu iru uju
na ịkwa akwa arịrị anụrụ n'a-
kụkụ ala ahụ nile, n'etiti ndị
nke Nifaị nile—
5 E, ịkwa akwa nke ụmụ-nwa-
nyị isikpe nile n'eru uju maka
ndị di ha nile, na kwa nke ndị
nna nile n'eru uju maka ụmụ ha
nwoke, na nwada maka nwanne
ya nwoke, e, nwanne nwoke
maka nna ya; ma otu a akwa
nke iru uju ka a nụrụ n'etiti ha
nile, iru uju maka ndị ebo ha
ndị e gbuworo.
6 Ma ugbua n'ezie nke a bụ
ụbọchị mwute; e, oge nke ide
juu, na oge nke nnukwu [a]ibu
ọnụ na ekpere.
7 Ma otu a ka afọ iri na ise nke
ọchịchị nke ndị-ikpe nile n'ebe
ndị nke Nifaị nọ siri gwuchaa.
8 Ma nke a bụ nkọwasị nke
Amọn na ụmụnne ya nwoke,
njem ha nile n'ala nke Nifaị, ịta
ahụhụ ha nile n'ala ahụ, mwute
ha nile, na mkpagbu ha nile, na
[a]ọñụ na-enweghị-ike ịghọta
aghọta ha, na nnabata na-enwe-
ghị mmekpa arụ nke ụmụnne
ha nwoke n'ala nke Jeshọn.
Ma ugbua ka Onye-nwe, Onye-
mgbapụta nke mmadụ nile,
gọzie mkpụrụ-obi ha nile ruo
mgbe nile.
9 Ma nke a bụ nkọwasị nke
agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile
n'etiti ndị Nifaị, na kwa agha
nile dị n'etiti ndị Nifaị na ndị
Leman; ma afọ nke iri na ise nke
ọchịchị nke ndị-ikpe agwụsịwo.
10 Ma site n'afọ nke mbụ ruo
na nke iri na ise ewetawo na
mmezu mbibi nke ọtụtụ puku
ndụ nile; e, o wetawo na mmezu
ihe nlere dị egwu nke nkwafu-
ọbara.
11 Ma arụ nile nke ọtụtụ puku
nile ka e lidara n'ime ala, ebe
arụ nile nke ọtụtụ puku [a]na-ere
n'ọtụtụ mkwakọta n'elu iru ala;
e, na ọtụtụ puku nile [b]na-eru uju
n'ihi ntufu nke ndị ebo ha, n'ihi
na ha nwere ihe kpatara ha ịtụ
egwu, dịka nkwa nile nke Onye-
nwe siri dị, na e nyefere ha n'ọ-
nọdụ ahụhụ agwụgh-agwụ.
12 Ebe ọtụtụ puku nile nke
ndị ọzọ na-eru uju n'ezie n'ihi
ofufu nke ndị ebo ha, ma na
ha na-añụrị ọñụ ma ñụrịa n'oli-
le-anya, ma ọbụna mata, dịka

**28** 1*a* Alma 27:22; 30:1, 19.
3*a* Alma 30:1.
6*a* Alma 30:2.
8*a* Alma 27:16–19.
11*a* Alma 16:11.
*b* Alma 48:23; OznỌd. 42:45–46.

[a]nkwa nile nke Onye-nwe siri
dị, na a ga-ekulite ha ibi n'aka
nri nke Chineke, n'ọnọdụ aṅụrị
na-adịghị agwụ agwụ.
13 Ma otu a anyị hụrụ otu
nnukwu [a]ahaghị otu nke mma-
dụ siri dị n'ihi mmehie na njehie
na ike nke ekwensu, nke na-
abịa site [b]n'atụmatụ aghụghọ
nile nke o chepụtaworo iji jide
obi nile nke ndị mmadụ.
14 Ma otu a anyị na-ahụ nnu-
kwu ọkpụkpọ oku nke mgbalị
nke ndị mmadụ ịrụ ọrụ [a]n'ubi-
vine nile nke Onye-nwe; ma otua
anyị na-ahụ nnukwu ihe kpata-
ra mwute, na kwa nke ịṅụrị
ọṅụ-mwute n'ihi ọnwụ na mbibi
n'etiti ụmụ mmadụ, na ọṅụ n'ihi
[b]ìhè nke Kraịst nye ndụ.

## ISI 29

*Alma chọrọ iti mkpu nchegharị jiri ọnụnụ ọkụ n'obi nke mụọ-ozi—Onye-nwe nyere ndị nkụzi maka mba nile—Alma nwere aṅụrị n'ọrụ nke Onye-nwe na n'inwe mmeri nke Amọn na ụmụnne ya nwoke. Ihe dịka n'afọ 76 tutu amụọ Kraịst.*

O asị na m bụ onye mụọ-ozi,
ma nwere ike inweta ọchịchọ
nke obi m, na m ga-enwe ike
gagharịa ma jiri opi nke Chineke
kwuo okwu, n'olu nke ga-ama
ụwa jijiji, ma tie mkpu nchegha-
rị nye ndị ọbụla!
2 E, aga m ekwupụtara mkpụ-
rụ-obi ọbụla, dịka n'olu nke
egbe-elu-igwe, nchegharị na
atụmatụ nke mgbapụta, ka ha
wee chegharịa ma [a]bịakwute
Chineke anyị, ka a ghara inwe
mwute ọzọ n'elu iru nile nke
ụwa.
3 Mana lee, abụ m nwoke, ma
na-eme mmehie n'ọchịchọ m;
n'ihi na ekwesịrị m inwe afọ-
ojujụ n'ihe nile nke Onye-nwe
nyeworo m.
4 Ekwesịghị m inye onwe m
ntaram-ahụhụ n'ọchịchọ m
nile iwu ahụ kwụsiri ike nke
Chineke nke ikpe zịrị-ezi, n'ihi
na ama m na ọ na-enye ụmụ
mmadụ dịka [a]ọchịchọ ha siri dị,
ma-ọbụ nke ruo n'ịnwụ ọnwụ
ma-ọbụ nke ruo na ndụ; e, ama
m na ọ na-enye ụmụ mmadụ, e,
na-enye ha iwu nke a na-enwe-
ghị ike ịgbanwe, dịka [b]uche ha
nile siri dị, ma ha bụ ruo na
nzọpụta ma-ọbụ ruo na mbibi.
5 E, ma a matara m na mma na
njọ abịawo n'iru mmadụ nile;
onye nke na-amaghị ihe dị mma
site na ihe dị njọ enweghị ụta;
mana onye nke [a]matara ihe dị
mma na ihe dị njọ, ya ka a ga--
enye dịka ọchịchọ ya nile siri dị,
ma ọ chọrọ mma na ọbụ njọ,
ndụ ma-ọbụ ọnwụ, ọṅụ ma-ọbụ
[b]mụọ nke ịkwa mmakwaara.
6 Ugbua, ebe m hụrụ na m ma-
tara ihe nile ndị a, gịnị mere m
ga-eji chọọ karịa ime nanị ọrụ
ahụ nke a kpọworo m ịrụ?
7 Gịnị mere m ga-eji chọọ ka m

12*a* Alma 11:41.
13*a* 1 Nif. 17:35.
*b* 2 Nif. 9:28.
14*a* ngan Ubi Vine nke Onye-nwe.
*b* ngan Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
**29** 2*a* Omnai 1:26; 3 Nif. 21:20.
4*a* Abụọma 37:4.
*b* ngan Ohere-Ihọrọ.
5*a* 2 Nif. 2:18, 26; Moro. 7:15–19. ngan Igosipụta Ihe Di Iche, Onyinye nke.
*b* ngan Ime Mụọ.

bụrụ mụọ-ozi, ka m wee-nwe
ike ịgwa nsọtụ nile nke ụwa
okwu?
8 N'ihi na lee, Onye-nwe, na-
enye [a]mba nile, site na mba nke
onwe ha na [b]asụsụ ha, ịkụzi
okwu ya, e, n'amamihe, ihe nile
ọ [c]hụrụ dị mma ka ha nwere; ya
mere anyị hụrụ na Onye-nwe
na-enye ndụnọdụ na amamihe,
dịka ihe ahụ nke zịrị ezi ma bụ-
rụ ezi-okwu siri dị.
9 A matara m ihe ahụ nke
Onye-nwe nyeworo m iwu, ma
a na m añụrị ọñụ n'ime ya.
Anaghị m [a]añụrị n'ike nke onwe
m, kama a na m añụrị n'ihe
ahụ nke Onye-nwe nyeworo m
n'iwu; e, ma nke a bụ añụrị m,
na eleghị anya aga m abụ ngwa-
ọrụ n'aka nile nke Chineke
iweta ụfọdụ mkpụrụ-obi na
nchegharị; ma nke a bụ ọñụ m.
10 Ma lee, mgbe m na-ahụ
ọtụtụ ụmụnne m nwoke che-
ghariri n'ezi-okwu, ma na-abịa-
kwute Onye-nwe Chineke ha,
mgbe ahụ ka mkpụrụ-obi m ju-
pụtara na ọñụ; mgbe ahụ ana m
echeta [a]ihe Onye-nwe mewoo-
ro m, e, ọbụna na ọ nụwo ekpere
m; e, mgbe ahụ aga m echeta aka
ebere ya nke o setịpụrụ n'ebe
m nọ.
11 E, ma echetakwara m ndọ-
kpụ n'agha nke ndị nna m ha;
n'ihi na a matara m n'ezi-okwu
na [a]Onye-nwe napụtara ha site
n'ịbụ-oru, ma site na nke a o
hiwere nzukọ-nsọ ya; e, Onye-
nwe Chineke, Chineke nke
Abraham, Chineke nke Aịsak,
na Chineke nke Jekọb, napụta-
ra ha site n'ịbụ-oru.
12 E, a na m echeta oge nile
ndọkpụ n'agha nke ndị nna m
ha; ma otu Chineke ahụ nke [a]na-
pụtara ha site n'aka nile nke ndị
Ijipt napụtara ha site n'ịbụ-oru.
13 E, ma otu Chineke ahụ hi-
were nzukọ-nsọ ya n'etiti ha; e,
ma otu Chineke ahụ akpọwo m
site n'ọkpụkpọ dị nsọ, ikwusa
okwu ahụ nye ndị ya, ma o nye-
wo m nnukwu mmeri, nke mere
na [a]ọñụ m juru-eju.
14 Mana anaghị m enwe ọñụ
na mmeri nke nanị onwe m,
kama ọñụ m kara juo eju n'ihi
[a]mmeri nke ụmụnne m nwoke,
ndị garuworo ala nke Nifaị.
15 Lee, ha arụwo ọrụ karịa,
ma ha amịpụtawo nnukwu
mkpụrụ; ma olee ka nnukwu
ụgwọ ọrụ ha ga-adị!
16 Ugbua, mgbe m na-eche
maka mmeri nke ụmụnne m ndị
nwoke a mkpụrụ-obi m ka ana-
ebupụ, ọbụna ruo n'ikewapụ
ya site n'arụ, dịka o siri dị, otu a
ka ọñụ m siri dị ukwuu.
17 Ma ugbua, ka Chineke kwe-
nyere ụmụnne m nwoke ndị a,
ka ha nwe ike nọdụ ala n'ala-eze
nke Chineke; e, na kwa ndị nile
bụ mkpụrụ nke ọrụ aka ha nile
ka ha wee ghara ịpụ kwa ọzọ,
kama ka ha wee-too ya ruo
mgbe nile. Ma ka Chineke kwe-
re ka e mee ya dịka okwu m nile
siri dị, ọbụna dịka m kwuworo.
Amen.

8*a* 2 Nif. 29:12.
*b* OznỌd. 90:11.
*c* Alma 12:9–11.
9*a* Alma 26:12.
10*a* Mosa. 27:11–31.
11*a* Mosa. 24:16–21; Alma 5:3–5.
12*a* Ọpụ. 14:30–31.
13*a* OznỌd. 18:14–16.
14*a* Alma 17:1–4.

## ISI 30

*Kọrịhọ, onye-mmegide Kraịst, jiri Kraịst mee ihe ọchị, Aja mgbaghara mmehie ahụ, na mụọ nke ibuamụma—Ọ na-akụzi na ọdịghị Chineke dị, ọdịghị ọdịda nke mmadụ dị, ọdịghị ntaram-ahụhụ maka mmehie dị, na ọdịghị Kraịst dị—Alma gbara ama na Kraịst ga-abịa ma na ihe nile na-egosị na e nwere otu Chineke dị—Kọrịhọ rịọrọ ịhụ ihe iriba-ama ma e mere ka ọ daa ogbu—Ekwensu apụtakwuruworịị Kọrịhọ dịka mụọ-ozi ma kuziere ya ihe ọ ga-ekwu—Kọrịhọ ka azọdara ma ọ nwụrụ. Ihe dịka n'afọ 76 ruo 74 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, ugbua o wee ruo na
mgbe e hiwesịworo [a]ndị nke
Amọn n'ala nke Jeshọn, e, na
kwa mgbe [b]achụpụsịworo ndị
Leman site n'ala ahụ, ma ndị
ha nwụrụ anwụ ka ndị ala
ahụ liri—
2 Ugbua ndị ha nwụrụ anwụ
agụghị ha ọnụ n'ihi ịdị ukwu
nke ọnụ-ọgụgụ ha nile; ọbụghị
ma ndị nwụrụ anwụ nke ndị
Nifaị agụrụ ha ọnụ—ma na o
wee ruo mgbe ha lichaworo ndị
ha nwụrụ anwụ, na kwa mgbe
ụbọchị nile nke ibu ọnụ, na iru
uju, na ekpere gasịworo, (maọbụ n'afọ nke iri na isii nke
ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị nke Nifaị) a malitere inwe
udo esepụghị-aka n'akụkụ nile
nke ala ahụ nile.
3 E, ma ndị ahụ gbalịrị idebe
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe; ma
ha siri ike n'idobe [a]emume-nso
nile nke Chineke, dịka iwu nke
Moses siri dị; n'ihi na akụziri ha
[b]idebe iwu nke Moses ruo mgbe
a ga-emezu ya.
4 Ma otu a ndị ahụ enweghị
nsogbu n'ime afọ iri na isii nile
nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị nke Nifaị.
5 Ma o wee ruo na n'ime mmalite nke afọ nke iri na asaa nke
ọchịchị nke ndị-ikpe, enwere
udo esepụghị aka.
6 Mana o wee ruo na ngwụcha
nke afọ nke iri na asaa, e nwere
otu nwoke bịara n'ime ala
nke Zarahemla, ma-ọbụ [a]Onye
Mmegide-Kraịst, n'ihi na ọ malitere ikwusara ndị ahụ ozi-ọma
megide amụma nile nke ndịamụma nile kwuworo, gbasara
ọbịbịa nke Kraịst.
7 Ugbua enweghị iwu megidere [a]okwukwe mmadụ; n'ihi
na o megidesịrị iwu-nsọ nile
nke Chineke ike na a ga-enwe
iwu nke ga-eweta ndị mmadụ
na-ahaghị otu.
8 N'ihi na otu a ka akwụkwọnsọ kwuru: [a]Họrọ nụ n'ụbọchị
a, onye unu ga-efe.
9 Ugbua ọbụrụ na mmadụ
achọ ife Chineke, ọ bụ ohere dịrị
ya; ma-ọbụ n'ụzọ ọzọ, ọbụrụ na
o kwere na Chineke ọ bụ ohere
dịrị ya ife ya; kama ọbụrụ na o
kweghị na ya enweghị iwu ịta
ya ahụhụ.
10 Mana ọbụrụ na o gburu
mmadụ a ga-ata ya ahụhụ ruo

**30** 1*a* Alma 27:25–26. NGAN Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.
*b* Alma 28:1–3.
3*a* NGAN Iwu nke Moses.
*b* 2 Nif. 25:24–27; Alma 25:15.
6*a* NGAN Imegide Kraịst.
7*a* Alma 1:17.
8*a* Josh. 24:15. NGAN Ohere-Ihọrọ.

[a]n'ọnwụ; ma ọbụrụ na ọ pụnara
mmadụ ihe a ga-ata kwa ya ahụ-
hụ; ma ọburu na o zuru ohi a
ga-ata kwa ya ahụhu; ma ọbụrụ
na ọ kwara iko a ga-ata kwa ya
ahụhụ; e, maka ajọọ-omume a
nile a tara ha ahụhụ.
11 N'ihi na e nwere iwu na
ndị mmadụ a ga-ekpe ha ikpe
dịka mmebi iwu ha siri dị. Otu
o sila dị, enweghị iwu megide-
re okwukwe mmadụ; ya mere,
a tara mmadụ ahụhụ nanị
maka mmebi-iwu nile nke o
meworo; ya mere mmadụ nile
[a]ha ahata-aha.
12 Ma onye Mmegide-Kraịst a,
nke aha ya bụ Kọrịhọ, (ma iwu
ahụ enweghị ijide ya) malitere
ikwusara ndị ahụ okwu na aga-
ghị enwe Kraịst. Ma n'ụdị dị otu
a ka o kwusara okwu, na-asị:
13 O unu ndị e kedara n'okpu-
ru olile-anya nzuzu na nke efu,
gịnị mere unu ji na-ebo onwe
unu ibu arọ jiri ụdị ihe nzuzu
nile ahụ? Gịnị mere unu ji na-
ele anya Kraịst? N'ihi na ọdịghị
onye nwere ike ịmata maka ihe
ọbụla nke na-abịa abịa.
14 Lee, ihe ndị a nile nke unu
na-akpọ amụma, nke unu kwu-
ru na enyedatara ya site na ndị-
amụma nile dị nsọ, lee, ha bụ
omenala nzuzu nile nke ndị
nna unu ha.
15 O lee otu unu siri mata
maka ibu ezi-okwu ha? Lee, unu
enweghị ike ịmata maka ihe nile
nke unu [a]na-ahụghị anya; ya
mere unu enweghị ike ịmata na
a ga-enwe otu Kraịst.
16 Unu lepụrụ anya ma sị na
unu hụrụ nsachapụ nke mmehie
unu nile. Mana lee, ọ bụ ihe na-
eso echiche ara; ma mkpasasị
nke echiche unu nile bịara n'ihi
omenala nile nke ndị nna unu,
nke dupụrụ unu baa n'ime
okwukwe nke ihe nile nke n'a-
bụghị otu ha dị.
17 Ma ọtụtụ ihe ndị karịrị
n'ihe ndị dị otu a ka ọ gwara ha,
na-agwa ha na-enweghị ike
inwe aja mgbaghara mmehie a
ga-eme maka mmehie nile nke
ndị mmadụ, mana onye ọbụla
na-aga n'iru na ndụ nke a dịka
njikwa nke onye ahụ ekere eke
siri dị; ya mere onye ọbụla na-
eme nke-ọma dịka nghọta ya
siri dị, ma na onye ọbụla na-
emeri dịka ike ya ha; ma ihe
ọbụla mmadụ mere abụghị
mmebi iwu.
18 Ma otu a ka o kwusaara ha
okwu, na-edufu obi nile nke
ọtụtụ, na-eme ha ka ha welite isi
ha nile n'ajọọ-omume ha, e, na-
edufu ọtụtụ ndịnyom, na kwa
ndịkom, ịgba akwụnakwụna—
na-agwa ha na mgbe mmadụ
nwụrụ, nke ahụ bụ nsọtụ ya.
19 Ugbua nwoke a gafere n'ala
nke Jeshọn kwa, ikwusa ihe ndị
a nile n'etiti ndị nke Amọn, ndị
bụụrụ ndị nke Leman otu mgbe.
20 Mana lee ha ma ihe karịa
ọtụtụ ndị nke Nifaị; n'ihi na ha
kpọrọ ya, ma kee ya agbụ, ma
bụga ya n'iru Amọn, onye bụ
ọnye isi nchụ-aja nye ndị ahụ.
21 Ma o wee ruo na o mere
ka e bupụ ya site n'ala ahụ.
Ma ọ bịafetara n'ime ala nke
Gịdiọn, ma malite ikwusakwara

10*a* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ.
11*a* Mosa. 29:32.
15*a* Ita 12:5–6.

ha okwu; ma n'ebe a o nweghị nnukwu mmeri, n'ihi na a kpọrọ ya ma kee ya agbụ ma buruo ya n'iru onye isi nchụ-aja, na kwa onye-isi-ikpe n'ala ahụ.
22 Ma o wee ruo na onye isi nchụ-aja ahụ sịrị ya: Gịnị mere i jiri na-agagharị na-eduhie ụzọ nile nke Onye-nwe? Gịnị mere i jiri na-akụziri ndị a na a gaghị enwe Kraịst ọbụla, ka Ị napụ ha ịñụrị-ọñụ ha nile? Gịnị mere i jiri na-ekwugide amụma nile nke ndị-amụma nile dị nsọ?
23 Ugbua aha onye isi nchụ-aja ahụ bụ Gịdọna. Ma Kọrịhọ sịrị ya: N'ihi na anaghị m akụzi omenala nzuzu nile nke ndị nna unu, ma n'ihi na anaghị m akụziri ndị a ka ha kedagide onwe ha n'okpuru emume nsọ nzuzu nile na ihe-omume nile ndị ededaworo site na ndị nchụ-aja mgbe ochie nile, ịpụrụ ike na ikike n'aka ha, idebe ha n'amaghị ama, ka ha ghara iwelite isi ha nile elu, kama ka ewedata ha dịka okwu gị nile siri dị.
24 I kwuru na ndị a bụ ndị nwere onwe ha. Lee, asị m na ha nọ n'ịbụ-oru. I sị na amụma mgbe ochie ahụ nile bụ ezi ọkwụ. Lee, asị m na ị mataghị na ha bụ ezi-okwu.
25 I sị na ndị a bụ ndị-ikpe mara na ndị dara ada, n'ihi njehie nke otu onye mụrụ ha. Lee, asị m na ikpe anaghị ama nwata n'ihi ndị mụrụ ya.
26 Ma unu sịkwara na Kraịst ga-abịa. Mana lee, asị m na unu amaghị na a ga-enwe otu Kraịst. Ma unu sị kwa na a ga-egbu ya n'ihi [a]mmehie nile nke ụwa—
27 Ma otu a unu na-edufu ndị a n'iso omenala nzuzu nile nke ndị nna unu, ma dịka ọchịchọ nile nke onwe unu; ma unu debere ha n'ala, ọbụna dịka ọ bụ ị nọ n'ịbụ-oru, ka unu wee tinye akpịrị unu nile n'ime ọrụ nile nke aka ha nile, na ha anwaghị anwa ilelite anya elu na-atụghị egwu, ma na ha anwaghị anwa inwe ọñụ n'ihe nile ruuru ha na ohere nile dịịrị ha.
28 E, ha anwaghị anwa iji ihe bụ nke ha eme ihe eleghị anya ka ha ghara imejọ ndị nchụ-aja ha nile ndị na-ebo ha ibu arọ dịka ọchịchọ ha nile siri dị, ma ewetawo ha n'ikwere, site n'omenala ha nile na nrọ ha nile na ihe nile gbatara ha n'uche na ọ́hụ̀ ha nile na ihe omimi aghụghọ ha nile, na ha ga, ma ọbụrụ na ha emeghị dịka okwu ha nile siri dị, emejọ onye anamaghị-ama, onye ha sị na ọ bụ Chineke—onye nke anahụtụbeghị anya ma-ọbụ mata mbụ, onye naanọtubeghị ma-ọbụ o nwere mgbe ọ ga-anọ.
29 Ugbua mgbe onye isi nchụ-aja ahụ na onye-isi-ikpe ahụ hụrụ obi ike ya, e, mgbe ha hụrụ na ọ ga-ekwutọ ọbụna megide Chineke, ha enyeghị ọsịsa ọbụla n'okwu ya nile; mana ha mere ka e kee ya agbụ; ma ha nyefelitere ya n'aka nile nke ndị-ọrụ, ma ziga ya n'ala nke Zarahemla, ka e wee kpọta ya n'iru Alma, na onye-isi-ikpe nke

26*a* Aisa. 53:4–7.

bụ onye-ọchịchị na-achị ala ahụ
nile.
30 Ma o wee ruo na mgbe a
kpọtara ya n'iru Alma na onye-
isi-ikpe, ọ gara n'iru n'otu ụdị
ahụ dịka o mere n'ala nke
Gịdiọn; e, ọ gara n'iru [a]ikwuhie
Chineke.
31 Ma o bilitere na nnukwu
okwu nile [a]na-eko eko n'iru
Alma, ma kwutọọ ndị nchụ-aja
nile na ndị nkuzi nile, na-ebo ha
ebubo nke idufu ndị ahụ n'ụdị
omenala nzuzu nile nke ndị nna
ha, n'ihi itinye akpịrị na mgbalị
nile nke ndị ahụ.
32 Ugbua Alma sịrị ya: I mata-
ra na anyị anaghị etinye akpịrị
anyị na ọrụ nile nke ndị a; n'ihi
na lee arụwo m ọbụna site na
mmalite nke ọchịchị nke ndị-isi-
ikpe nile ruo ugbua, jiri aka
abụọ nke m maka nkwado onwe
m, na-agbanyeghị ọtụtụ njem
mụ nile gburu-gburu ala ahụ
ikwusa okwu nke Chineke nye
ndị m.
33 Ma na-agbanyeghị ọtụtụ
mgbalị nile ahụ nke m meworo
n'ụlọ nzukọ-nsọ ahụ, anatatụ-
beghị m nke ha ka ọbụna otu
[a]sịnaịn maka ọrụ m; ọbụghị
ma o nwere onye ọbụla n'ime
ụmụnne m nwoke, ma ọbụghị
ma-ọbụ n'oche-ikpe ahụ; ma
mgbe ahụ anyị anatawo nanị
dịka iwu siri dị maka oge anyị.
34 Ma ugbua, ọbụrụ na anyị
anataghị ihe ọbụla maka ọrụ
anyị nile n'ụlọ nzukọ-nsọ ahụ,
uru gịnị ka ọ baara anyị ịrụ ọrụ
n'ụlọ nzukọ-nsọ ahụ ma ọbụghị
ikwusa ezi-okwu ahụ, ka anyị
wee nwee ọñụ nile n'ime [a]ọñụ
nke ụmụnne anyị nwoke?
35 Mgbe ahụ gịnị ka ị na-asị na
anyị na-ekwusara ndị a ozi-ọma
inweta uru, mgbe gị, n'onwe gị,
matara na anyị anaghị anata
uru? Ma ugbua, ị kwere na anyị
na-eduhie ndị a eduhie, nke
kpatara ụdị ọñụ a n'obi ha nile?
36 Ma Kọrịhọ zara ya, E.
37 Ma mgbe ahụ Alma sịrị ya:
Ị kwere na e nwere Chineke dị?
38 Ma ọ zara, E-e.
39 Ugbua Alma sịrị ya: Ị ga-
agọnarị ọzọ na enweghị Chineke
dị, ma kwa gọnarị Kraịst ahụ?
N'ihi na lee, asị m gị, a matara
m na enwere Chineke dị, na kwa
na Kraịst ga-abịa.
40 Ma ugbua gịnị bụ ihe
aka-ebe ị nwere na o nweghị
[a]Chineke dị, ma-ọbụ na Kraịst
anaghị abịa? Asị m gị na ọdighị
nke ị nwere, ma ọbụghị nanị
okwu gị.
41 Mana, lee, enwere ihe nile
dịka ihe [a]mgba-ama na ihe ndị
a nile bụ ezi-okwu; ma gị kwa
nwere ihe nile dịka ihe mgba-
ama nye gị na ha bụ ezi-okwu;
ma ị ga-agọnarị ha? I kwere na
ihe ndị a nile bụ ezi-okwu?
42 Lee, a matara m na i kwere,
mana a na-edu gị site na mụọ
nke okwu ụgha, ma ijuwo Mụọ
nke Chineke ahụ nke mere na o
nweghị ike inwe ọnọdụ n'ime
gị; kama ekwensu ahụ nwere
ike n'ebe ị nọ, ma ọ na-ebugharị
gị, na-aghọ aghụghọ nile ka o
wee bibie ụmụ nke Chineke.

30*a* NGAN Ikwuhie Chineke, Nkwuhie Chineke.
31*a* Hil. 13:22.
33*a* Alma 11:3.
34*a* NGAN Ọ́hụ̀.
40*a* Abụọma 14:1.
41*a* NGAN Aka-ebe.

43 Ma ugbua Kọrịhọ sịrị Alma: O bụrụ na i ga-egosị m [a]ihe ịrịba ama, ka m wee kwenye na e nwere Chineke dị, e, gosị m na o nwere ike, ma mgbe ahụ ka m ga-ekwenye n'ezi-okwu nke okwu gị nile.

44 Mana Alma sịrị ya: I nwetawọrị ihe iriba-ama zuuru gị; ị ga-anwa Chineke gị ọnwụnwa? Ị ga-asị, Gosị m ihe ịrịba-ama, mgbe i nwere mgba-ama [a]ụmụnne gị nwoke ndị a nile, na kwa ndị-amụma nile dị nsọ? Akwụkwọ-nsọ nile ka a tọgbọrọ n'iru gị, e, ma [b]ihe nile gosịrị na o nwere Chineke dị; e, ọbụna [c]ụwa, na ihe nile nke dị n'elu nke iru ya, e,na [d]mgbagharị ya, e, na [e]ụwa ndị ọzọ nile nke na-agbagharị n'ụdị usoro nke ha na-agba ama na o nwere Onye Okike Kachasị-elu.

45 Ma na ị na-agagharị, naedufu obi nile nke ndị a, naagba ama nye ha na enweghị Chineke dị? Ma emesịa ị ga agọnarị aka-ebe nile ndị a? Ma ọ sịrị: E, aga m agọnarị, ma ọbụghị na Ị ga-egosị m ihe iriba-ama:

46 Ma ugbua o wee ruo na Alma sịrị ya: Lee, A na m enwe mwute n'ihi isi ike nke obi gị, e, na ị ka ga-eguzogide mụọ nke ezi-okwu ahụ, ka e wee bibie mkpụrụ-obi gị.

47 Mana lee, ọ [a]ka mma na mkpụrụ-obi gị ga efu karịa na ị ga-abụ ụzọ nke iwedata ọtụtụ mkpụrụ-obi na mbibi, site ikwu okwu ụgha gị nile na site n'okwu otuto nile nke na-esighị n'obi; ya mere ọbụrụ na ị gaagọnarị ọzọ, lee Chineke ga-eti gị otiti ihe, na i ga-ada ogbu, na ị gaghị emeghee kwa ọnụ gị ọzọ, na ị gaghị aghọgbu ndị a ọzọ.

48 Ugbua Kọrịhọ sịrị ya: Anaghị m agọnarị ọdịdị nke otu Chineke, kama ekweghị m na enwere otu Chineke dị; ma asịkwa m, na ị mataghị na enwere otu Chineke dị; ma maọbụghị na ị gosịrị m otu ihe iriba-ama, agaghị m ekwe.

49 Ugbua Alma sịrị ya: Nke a ka m ga-enye gị maka ihe iribaama, na a ga [a]akụ gị ogbu, dịka okwu m nile siri dị; ma asị m, na n'aha nke Chineke, a ga-akụ gị ogbu, na i gaghị enwe kwa ikwupụta okwu.

50 Ugbua mgbe Alma kwuworo okwu nile ndị a, Kọrịhọ ka a kụrụ ogbu, nke mere na onweghị ike ikwupụta okwu, dịka okwu nile nke Alma siri dị.

51 Ma ugbua mgbe onye-isiikpe ahụ hụrụ nke a, o setịpụrụ aka ya ma degara Kọrịhọ, naasị: E mewo ka ikwenye n'ike nke Chineke? N'ime onye ka ị chọrọ na Alma ga-egosịpụta ihe iriba-ama ya? Ị chọrọ na ọ gaesogbu ndị ọzọ, igosị gị otu ihe ịrịba- ama? Lee, o gosịwo gị otu ihe ịrịba-ama; ma ugbua ị gaarụ ụka ọzọ?

52 Ma Kọrịhọ wepụtara aka ya ma dee, na-asị: A matara m na a dara m ogbu, n'ihi na enweghị

43*a* Jekọb 7:13–21; OznỌd. 46:8–9. NGAN Iriba-ama.
44*a* Mosa. 13:33–34.
*b* Abụọma 19:1; OznỌd. 88:47.
*c* Job 12:7–10.
*d* Hil. 12:11–15.
*e* Moses 6:63.
47*a* 1 Nif. 4:13.
49*a* 2 Ihem. 13:20.

m ike ikwu okwu; ma a matara
m na ọdịghị ihe ọzọ ma ọbụghị
ike nke Chineke nwere ike iwe-
kwasị m nke a; e, ma a [a]matara
m mgbe ọbụla na e nwere otu
Chineke dị.
53 Mana lee, ekwensu [a]aghọ-
gbuwo m; n'ihi na o [b]bia-kwu-
tere m n'ụdị nke otu mụọ-ozi,
ma sị m: Gaa ma kpọtaghachị
ndị a, n'ihi na ha nile akpafuwo
soro Chineke ana-amaghị ama.
Ma ọ sịrị m: [c]Onweghị Chineke
dị; e, ma ọ kuziri m ihe nke m ga
na-ekwu. Ma akụziwo m okwu
ya nile; ma akụziri m ha n'ihi na
ha masịrị [d]echiche nke anụ-arụ;
ma akụziri m ha ọbụna ruo
mgbe m nwere nnukwu mmeri,
nke mere na n'ezie e kwere m
na ha bụ ezi-okwu; ma n'ihi
nke a eguzogidere ezi-okwu
ahụ, ọbụna wee ruo mgbe m
wetaworo nnukwu ọbụbụ-ọnụ
a nye onwe m.
54 Ugbua mgbe o kwuworo
nke a, ọ rịọrọ ka Alma kpee
ekpere nye Chineke, ka e wee
wepụrụ ya ọbụbụ-ọnụ ahụ.
55 Mana Alma sịrị ya: Ọbụrụ
na e wepụrụ gị ọbụbụ-ọnụ a ị
ga-edufu kwa obi nile nke ndị a
ọzọ; ya mere, ọ ga-adịrị gị ọbụ-
na dịka Onye-nwe siri chọọ.
56 Ma o wee ruo na ọbụbụ-
ọnụ ahụ ewepụrụghị ya Kọrị-
họ; mana a chụpụrụ ya, ma ọ
gagharịrị site n'ụlọ ruo n'ụlọ
na-arịọ ihe-oriri ya.
57 Ugbua ọmụma nke ihe me-
woro Kọrịhọ ka agbasara otu
mgbe ahụ n'akụkụ ala ahụ nile;
e, nkwupụta ahụ ka onye-isi-
ikpe ahụ zipụrụ nye ndị nile bi
n'ala ahụ, na-ekwupụtara ndị
nile nke kwereworo n'okwu
nile nke Kọrịhọ na ha ga-eme
ọsọ-ọsọ chegharịa, ma-ọdịghị
otu a otu ikpe nile ahụ ga-abịa-
kwute ha.
58 Ma o wee ruo na ha nile
kwenyere maka ajọọ-omume
nke Kọrịhọ; ya mere ha nile ka
agbanwere ọzọ nye Onye-nwe;
ma nke a tinyere nkwusị n'a-
jọọ-omume n'ụdị nke Kọrịhọ
ahụ. Ma Kọrịhọ gagharịrị site
n'ụlọ ruo n'ụlọ, na-arịọ ihe-ori-
ri maka nkwado onwe ya.
59 Ma o wee ruo na dịka ọ
na-agagharị n'etiti ndị ahụ, e,
n'etiti ndị nke kewapụworo
onwe ha site na ndị Nifaị ma
kpọọ onwe ha ndị Zorọm, ndị
ana-edu site na otu nwoke nke
aha ya bụ Zorọm—na dịka ọ
na-agagharị n'etiti ha, lee, a
gbadara ya ma zọda ya n'ala,
ọbụna ruo mgbe ọ nwụrụ.
60 Ma otu a anyị hụrụ nsọtụ
nke ya onye na-eduhie ụzọ
nile nke Onye-nwe; ma otu a
anyị hụrụ na [a]ekwensu agaghị
[b]akwado ụmụ ya n'ụbọchị
ikpe-azụ, kama ọ na-eme ọsọ-
ọsọ dọkpụrụ ha gbada [c]ala-mụọ.

## ISI 31

*Alma wee duru ndị-ozi ịga kpọgha-
chị ndị Zorọm gọnarịrị okwukwe*

52*a* Alma 30:42.
53*a* Jekọb 7:14.
*b* 2 Ndị-Kọ 11:14; 2 Nif. 9:9.
*c* Abụọma 10:4.
*d* NGAN Nke Anụ Arụ.
60*a* NGAN Ekwensu.
*b* Alma 3:26–27; 5:41–42; OznỌd. 29:45.
*c* NGAN Ala-mụọ.

*ahụ—Ndị Zorọm ahụ wee gọnarị Kraịst, kwere n'ihe kpatara nhọpụta nke ụgha, ma na-efe ofufe jiri ekpere nile edoziri-edozi—Ndị-mgbasa ozi-ọma nile jupụtara na Mụọ Nsọ—Mkpagbu ha nile ka e lomiri n'ime ọñụ nke Kraịst. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na mgbe nsọtụ Kọrịhọ gasịrị, Alma ebe ọ nataworo akụkọ nile na ndị Zorọm na-eduhie ụzọ nile nke Onye-nwe, ma na Zorọm, onye bụrụ onye-ndu ha, na-edu obi nile nke ndị ahụ [a]ịkpo-isi ala nye [b]arụsị nile dara ogbu, obi ya malitere ọzọ [c]ịrịa ọrịa n'ihi ajọọ-omume nke ndị ahụ.
2 N'ihi na ọ bụụrụ ihe wetara nnukwu [a]mwuta nye Alma ịmata maka ajọọ-omume n'etiti ndị ya; ya mere obi ya dị na mwuta karịa n'ihi nkewapụ nke ndị Zorọm site na ndị Nifaị.
3 Ugbua ndị Zorọm akpọkọtaworịị onwe ha ọnụ n'ala nke ha kpọrọ Antionụm, nke dị n'ọwụwa-anyanwụ nke ala Zarahemla, nke tọgbọrọ ọfoturu ka ọbụrụ oke-ala nke elu-ala nke oke osimiri ahụ, nke dị na ndịda-ndịda nke ala nke Jeshọn, nke dị kwa n'oke-ala nke ọzara ahụ na ndịda-ndịda, n'ime ọzara ahụ nke jupụtara na ndị Leman.
4 Ugbua ndị Nifaị tụrụ oke egwu, na ndị Zorọm ga-aba n'ime nzikọrịta ozi ha na ndị Leman, ma na ọ ga-abụ ihe ga eweta oke ntufu n'akụkụ nke ndị Nifaị.
5 Ma ugbua, dịka [a]ịkwusa [b]okwu ahụ nwere nnukwu ike [c]idu ndị ahụ ime ihe ahụ nke ziri-ezi—e, o nweworịị nsonazụ kara sie ike n'obi nile nke ndị ahụ karịa mma-agha ahụ, ma-ọbụ ihe ọzọ ọbụla, nke meworo ha—ya mere Alma chere na ọ dị mkpa na ha ga-anwale ezigbo omume nke okwu Chineke ahụ.
6 Ya mere ọ kpọọrọ Amọn, na Erọn, na Ọmna; ma Hịmnaị ka ọ hapụrụ n'ụlọ nzukọ-nsọ dị na Zarahemla; mana atọ ndị mbụ ahụ ka ọ kpọọrọ tinyere onwe ya, na kwa Amiulek na Ziezrọm, ndị nọ na Milek; ma ọ kpọrọkwara ụmụ ya ndị nwoke abụọ.
7 Ugbua nke kachasị okenye n'ime ụmụ ya ndị nwoke ọ kpọrọghị ya tinyere onwe ya, ma aha ya bụ [a]Hilaman; mana aha ndị ahụ ọ kpọọrọ tinyere onwe ya bụ Shịblọn na Koriantọn; ma ndị a bụ aha nile nke ndị ahụ soro ya gaa n'etiti [b]ndị Zorọm, ikwusara ha okwu ahụ.
8 Ugbua ndị Zorọm bụụrụ [a]ndị nghọtahịe site na ndị Nifaị; ya mere ekwusaworo ha rịị okwu ahụ.
9 Ma na ha [a]adabaworịị n'ime nnukwu mmehie nile, n'ihi na

**31** 1*a* Ọpụ. 20:5; Mosa. 13:13.
*b* 2 Nif. 9:37. NGAN Ife Arụsị.
*c* Alma 35:15.
2*a* Mosa. 28:3; 3 Nif. 17:14; Moses 7:41.
5*a* Inọs 1:23; Alma 4:19. NGAN Kwusaa.
*b* Ndị-Hib 4:12; Jekọb 2:8; Alma 36:26.
*c* Jarọm 1:11–12; OznỌd. 11:2.
7*a* NGAN Hilaman, Nwa-nwoke nke Alma.
*b* Alma 30:59.
8*a* Alma 24:30.
9*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.

ha anaghị eleru-anya idebe iwu-
nsọ nile nke Chineke, na usoro-
iwu ya nile, dịka iwu nke
Moses siri dị.
10 Ọbụghị ma ha ga-edebe
emume nile nke nzukọ-nsọ ahụ,
ịga n'iru n'ekpere na ịrịọ arịrịọ
obi umeala nye Chineke kwa
ụbọchị, ka ha wee ghara ịdaba
n'ime ọnwụnwa.
11 E, na mkpirisi, ha duhiere
ụzọ nile nke Onye-nwe n'ọtụtụ
ụzọ di iche iche; ya mere, n'ihi
nke a, Alma na ụmụnne ya nwo-
ke gabara n'ime ala ahụ ikwusa
okwu ahụ nye ha.
12 Ugbua, mgbe ha bataworo
n'ime ala ahụ, lee, na mgbagwọ-
ju-anya ha, ha chọpụtara na ndị
Zorọm ahụ ewuwo rịị ụlọ-nzu-
kọ nile, ma na ha kpọkọtara
onwe ha ọnụ n'otu ụbọchị n'izu
ụka ahụ, n'ụbọchị nke ha kpọrọ
ụbọchị nke Onye-nwe; ma ha
fere ofufe n'ụdị usoro nke Alma
na ụmụnne ya nwoke na-ahụtụ-
beghị mbụ;
13 N'ihi na ha nwere ebe ewu-
litere elu n'etiti ụlọ-nzukọ ha,
ebe a na-eguzo ọtọ, nke dị elu
gafee isi; ma n'elu ya ga-enwe
ike ịnabata nanị otu onye.
14 Ya mere, onye ọbụla nke
chọrọ [a]ife ofufe ga-agan'iru ma
guzoro n'elu ebe ahụ, ma gbatị-
pụ aka ya nile che iru n'elu-
igwe, ma tie n'olu dị elu, na-asị:
15 Nsọ, Chineke dị nsọ; anyị
kwere na ị bụ Chineke, ma anyị
kwere na ị dị nsọ, ma na ị bụrịị
otu mụọ, ma na-ịbụ otu mụọ,
ma na ị ga-abụ otu mụọ ruo
mgbe nile.
16 Chineke dị nsọ, anyị kwere
na ikewapụwo anyị site n'ebe
ụmụnne anyị nọ; ma anyị ekwe-
ghị n'omenala nke ụmụnne anyị
nwoke, nke enyedatara ha site
n'agwa ụmụaka nke ndị nna ha;
mana anyị kwere na ị [a]họpụta-
wo anyị ịbụ [b]ụmụ gị dị nsọ; na
kwa i mewo ka anyị mata ya
na-agaghị enwe Kraịst.
17 Mana ị dị otu ị dị ụnyahụ,
taa, na ruo mgbe nile; ma ị
[a]họpụtawo anyị ka e wee zọpụ-
ta anyị, ebe ndị nile bi gburu-
gburu anyị ka ahọpụtaworo ha
ka atụda site n'iwe ọkụ gị
gbada ruo ala mụọ; n'ihi nsọ
nke a, O Chineke, anyị kelere
gị; ma anyị kelekwara gị na Ị
họpụtawo anyị, ka aghara idu-
fu anyị n'ụdị omenala nzuzu
nile nke ụmụnne anyị nwoke,
nke na-ekekọta ha gbada ruo
n'okwukwe nke Kraịst, nke
na-edu obi ha nile ịwagharị
n'ebe dị anya site n'ebe ị nọ,
Chineke anyị.
18 Ma ọzọ anyị na-ekele gị,
O Chineke, na anyị bụ ndị ahọ-
rọworo na ndị di nsọ. Amen.
19 Ugbua o wee ruo na mgbe
Alma na ụmụnne ya nwoke
na ụmụ ya ndị nwoke nụworo
ekpere ndị a nile, ọ tụrụ ha
n'anya na-enweghị atụ.
20 N'ihi na lee, onye ọbụla
gara n'iru ma nyelite otu ekpe-
re nile ndị a.
21 Ugbua ebe ahụ ka ha kpọrọ
Ramiọmtọm, nke, ma asụgha-
ria ya, bụ ebe nguzo dị nsọ.
22 Ugbua, site n'ebe nguzo a
ha nyelitere, onye ọbụla, otu ụdị

14*a* Mat. 6:1–7.
16*a* Alma 38:13–14.
*b* Aisa. 65:3, 5.
17*a* NGAN Efu, Ihe-efu.

ekpere ahụ nye Chineke, na-
ekele Chineke ha na ọ họọrọ ha,
ma na o dufughị ha n'ụdị ome-
nala nke ụmụnne ha nwoke, ma
na ezopụghị obi ha nile ikwere
n'ihe ndị ga-abịa abịa, nke ha
na-amaghị ihe ọbụla gbasara ya.
23 Ugbua, mgbe ndị ahụ nye-
litesịworo ekele n'ụdị usoro nke
a, ha laghachiri n'ụlọ ha nile, na
[a]anaghị ekwu maka Chineke ha
ọzọ wee ruo mgbe ha kpọkọtara
onwe ha ọnụ ọzọ n'ebe nguzo
ahụ dị nsọ, inyelite ekele nile
n'ụdị usoro ha.
24 Ugbua mgbe Alma hụrụ nke
a obi ya dị [a]mwuta; n'ihi na ọ
hụrụ na ha bụrịị ndị ajọọ-omu-
me na ndị ekwe-ekwe; e, ọ hụrụ
na obi ha nile ka atụkwasịrị n'ọ-
la-edo, na n'ọla-ọcha, na n'ụdị
ọmarịcha ngwa ahịa nile di
ịche ịche.
25 E, ma ọ hụkwara na obi ha
nile ka e [a]buliri elu nye nnukwu
itu ọnụ, n'ime mpako ha.
26 Ma o welitere olu ya elu ruo
elu-igwe, ma [a]tie mkpu, na-asị:
O, ruo ole mgbe, O Onye-nwe,
ka Ị ga-ekwe na ụmụ-oru gị nile
ga-ebi n'okpuru ebe a n'ime
anụ arụ, ịhụ ụdị oke ajọọ omu-
me a n'etiti ụmụ nke mmadụ?
27 Lee, O Chineke, ha [a]na-eti-
ku gị, ma na obi ha nile ka
elomiri n'ime mpako ha. Lee, O
Chineke, ha na-etiku gị n'ọnụ
ha nile, ebe ha [b]na-afuli-elu,
ọbụna ruo n'ịdị ukwuu, site
n'ihe-efu nile nke ụwa.
28 Lee, O Chineke m, uwe dị
oke-ọnụ-ahịa ha, na ọla ha nile,
na [a]ihe ọrụ ha nile, na ọla nile eji
achọ mma nke ọla-edo, na ihe
nile ha dị oke ọnụ-ahịa ndị e jiri
chọọ ha mma; ma lee, obi ha nile
tụkwasịrị na ha, ma na ha na-eti-
ku gị ma na-asị—anyị ekele gị,
O Chineke, n'ihi na anyị bụ ndị
ahọtara nye gị, ebe ndị ọzọ nile
ga ala-n'iyi.
29 E, ma ha na-asị na gị eme-
wo ka ha mata ya na a gaghị
enwe Kraịst.
30 O Onye-nwe Chineke, ruo
ole mgbe ka ị ga-ekwe na
ụdị ajọọ-omume a na enweghị
okwukwe ga-adị n'etiti ndị a?
O Onye-nwe, ị ga-enye m ume,
ka m wee die adịghị-ike m nile.
N'ihi na adịghị m ike, ma ụdị
ajọọ-omume a n'etiti ndị a na-
egbu mkpụrụ-obi m mgbu.
31 O Onye-nwe, obi m karịrị
na mwute; ị ga-akasị m obi
[a]n'ime Kraịst. O Onye-nwe, ị
ga-eme m ka m nwe ume, ka m
wee taa ahụhụ na ndidi mkpa-
gbu nile ndị a nke ga-abịakwasị
m, n'ihi ajọọ-omume nke ndị a.
32 O Onye-nwe, ị ga-enye
mkpụrụ-obi m nkasi-obi, ma
nye m mmeri, na kwa ndị
otu m ndị mụ na ha soro na-arụ
ọrụ—e, Amọn, na Erọn, na
Ọmna, na kwa Amiulek na
Ziezrọm, na kwa [a]ụmụ m ndị
nwoke abụọ—e, ọbụna ndị a
nile ka ị ga-akasi obi, O Onye-
nwe. E, ị ga-akasi ha nile obi
n'ime Kraịst.
33 I ga-ekwe ha ka ha nwe

23*a* Jemes 1:21–25.
24*a* Jen. 6:5–6.
25*a* Jekọb 2:13; Alma 1:32.
26*a* Moses 7:41–58.
27*a* Aisa. 29:13.
*b* NGAN Mpako.
28*a* Aisa. 3:16–24.
31*a* Jọn 16:33.
32*a* Alma 31:7.

ume, ka ha wee die mkpagbu ha
nile nke ga-abịakwasị ha n'ihi
ajọọ-omume nile nke ndị a.
34 O Onye-nwe, i [a]ga-ekwe-
nyere anyị na anyị ga-enweta
ihe anyị bu n'obi n'ịkpọghachị
ha ọzọ nye gị n'ime Kraịst.
35 Lee, O Onye-nwe, [a]mkpụ-
rụ-obi ha nile dị oke-ọnụ-ahịa,
ma ọtụtụ n'ime ha bụ ụmụn-
ne anyị nwoke; ya mere, nye
anyị, O Onye-nwe, ike na
amamihe ka anyị wee kpọta
ndị a, ụmụnne anyị nwoke,
ọzọ nye gị.
36 Ugbua o wee ruo na mgbe
Alma kwuworo okwu nile ndị
a, na ọ [a]kụrụ [b]aka ya abụọ n'elu
arụ ndị nile ahụ ya na ha nọ.
Ma lee, dịka ọ na-akutu ha aka
ya abụọ, emejupụtara ha na
Mụọ Nsọ.
37 Ma mgbe nke ahụ mesịrị ha
kewapụrụ onwe ha otu onye
site n'ebe onye nke ọzọ nọ, [a]na-
echeghị uche maka onwe ha
ihe ha ga-eri, ma-ọbụ ihe ha
ga-añụ, ma-ọbụ ihe ha ga-eyị-
kwasị n'arụ.
38 Ma Onye-nwe kwadobere
ha ka agụụ ghara ịgụ ha,
ọbụghị ma akpịrị ọ ga-akpọ ha
nkụ; e, ma o nyekwara ha ume,
ka ha ghara ịta ahụhụ ụdị
[a]mkpagbu nile ọbụla, ma ọbụ-
ghị na elomiwo ya n'ime ọñụ
nke Kraịst. Ugbua nke a bụ
dịka ekpere nke Alma siri dị;
ma nke a n'ihi na o kpere
ekpere [b]n'okwukwe.

## ISI 32

*Alma wee kụziere ndị ogbenye ndị mkpagbu ha nile meworo obi umeala—Okwukwe bụ olile-anya n'ihe nke ana-ahụbeghị anya nke bụ ezi-okwu—Alma wee gbaa ama na ndị mụọ-ozi na-akụziri ndịkom, ndịnyom, na ụmụ-ntakịrị ihe—Alma wee tụnyere okwu ahụ mkpụrụ-akụkụ—A ga-akụrịrị ya ma zụọ ya—Mgbe ahụ ọ ga-eto ghọọ osisi site na nke a ga-esi ghọta mkpuru-osisi nke ndụ-ebighi-ebi. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na ha gagharịrị,
ma malite ikwusa okwu nke
Chineke ahụ nye ndị ahụ, na-
abanye n'ime ụlọ-nzukọ ha
nile, na n'ime ụlọ ha nile; e, ma
ọbụna ha kwusara okwu ahụ
n'okporo-ụzọ ha nile.
2 Ma o wee ruo na mgbe a
rụsiworo nnukwu ọrụ n'etiti ha,
ha malitere inweta ihe ha bu
n'obi n'etiti [a]òtù ndị ogbenye
nke ndị ahụ; n'ihi na lee, a chụ-
pụrụ ha site n'ụlọ-nzukọ nile
n'ihi adịghị mma n'anya nke
uwe ha—
3 Ya mere ekweghị ka ha bata
n'ime ụlọ-nzukọ ha nile ife
Chineke, ebe e weere ha dịka
iru-inyi; ya mere ha dara ogbe-
nye; e, ụmụnne ha weere ha
dịka afụrụ-uzuzu; ya mere ha
dara [a]ogbenye n'ihe nile nke
ụwa; na kwa ha dara ogbenye
n'ime obi.

34*a* 2 Nif. 26:33.
35*a* NGAN Mkpụrụ-obi—Ọnụ-ahịa nke mkpụrụ-obi nile.
36*a* 3 Nif. 18:36–37.
*b* NGAN Ibikwasị Aka nile n'Elu.
37*a* Mat. 6:25–34; 3 Nif. 13:25–34.
38*a* Mat. 5:10–12; Mosa. 24:13–15; Alma 33:23.
*b* NGAN Okwukwe.
**32** 2*a* NGAN Ogbenye.
3*a* Alma 34:40.

4 Ugbua, dịka Alma na-akụzi
ma na-agwa ndị ahụ okwu
n'elu ugwu Onaịda, nnukwu
igwe-mmadụ bịakwutere ya,
ndị bụ ndị ahụ nke anyị na-
ekwu rịị maka ha, ndị nke
[a]dara ogbenye n'ime obi, n'ihi
ịda ogbenye ha n'ihe nile nke
ụwa.
5 Ma ha bịakwutere Alma; ma
onye ahụ nke pụtakarịrị n'iru
n'etiti ha sịrị ya: Lee, [a]gịnị ka
ụmụnne m nwoke a ga-eme,
n'ihi na ndị nile na eleļị ha n'ihi
ịda ogbenye ha, e, ma nke ka-
chasị nke site na ndị nchụ-aja
anyị nile; n'ihi na ha [b]achụpụ-
wo anyị site n'ụlọ-nzukọ anyị
nile nke anyị rụsịrị ọrụ ike iwu
jiri aka nke anyị nile; ma ha
achụpụwo anyị n'ihi ịda ogbe-
nye karịrị akarị anyị; ma anyị
enweghị ebe ọbụla anyị ga-efe
Chineke anyị; ma lee, [c]gịnị ka
anyị ga-eme?
6 Ma ugbua mgbe Alma nụrụ
nke a, ọ tụgharịrị ya, chee ya
iru otu mgbe ahụ, ma ọ hụrụ
n'oke ọñụ; n'ihi na ọ hụrụ na
[a]mkpagbu ha nile n'ezi-okwu
emewo ha [b]obi umeala, ma na
ha dị na [c]njikere ịnụ okwu ahụ.
7 Ya mere o kwughịkwa okwu
ọzọ nye igwe-mmadụ ndị ọzọ
ahụ; kama o setịpụrụ aka ya,
ma tikuo ndị nile ahụ ọ hụrụ,
ndị chegharịrị n'ezie, ma sị ha:
8 A hụrụ m na unu [a]wedatara
obi ala; ma ọbụrụ otu ahụ, ngọ-
zi na-adịrị unu.
9 Lee nwanne unu nwoke
asịwo, Gịnị ka anyị ga-eme?—
n'ihi na achụpụwo anyị site
n'ụlọ-nzukọ anyị nile, nke mere
na anyị enweghịkwa ike ife
Chineke anyị.
10 Lee asị m unu, unu chere na
unu enweghị ike [a]ife Chineke
ma ọbụghị nanị n'ime ụlọ-nzu-
kọ unu nile?
11 Ma nke ka nke, aga m ajụ,
unu chere na unu agaghị eferịrị
Chineke nanị otu ugbọrọ n'otu
izu-ụka?
12 Asị m unu, ọ dị mma na a
chụpụrụ unu site n'ime ụlọ-
nzukọ unu nile, ka unu wee dị
obi umeala, ma na ka unu wee-
mụta [a]amamihe; n'ihi na ọ dị
mkpa na unu ga-amụta amami-
he; n'ihi na ọ bụ n'ihi na achụ-
pụrụ unu, na ụmụnne unu
nwoke leliri unu n'ihi ịda
[b]ogbenye unu karịrị akarị, ka e
jiri weta unu na mwedata ala
nke obi; n'ihi na e wedatara
unu inwe obị umeala n'ihi na ọ
dị mkpa.
13 Ma ugbua, n'ihi na a ma-
nyere unu amanye inwe obi
umeala ngọzi na-adịrị unu;
n'ihi na mmadụ mgbe ụfọdụ,
ọbụrụ na a manye ya inwe obi
umeala, na-achọ nchegharị; ma
ugbua, n'ezie, onye ọbụla nke
chegharịrị ga-achọta ebere; ma
onye nke chọtara ebere ma [a]na-
gide ruo ọgwụgwụ onye ahụ
ka a ga-azọpụta.
14 Ma ugbua, dịka m gwara

4*a* NGAN Ogbenye—
Ogbenye n'ime mụọ.
5*a* Ilu 18:23.
*b* Alma 33:10.
*c* Ọlndoz. 2:37–38.
6*a* NGAN Ihe Isi-ike.
*b* NGAN Umeala, Ịdị
Umeala.
*c* Alma 16:16–17;
OznỌd. 101:8.
8*a* Mat. 5:3–5.
10*a* NGAN Fee Ofufe.
12*a* Ekl. 4:13.
*b* Ilu 16:8.
13*a* Alma 38:2.

unu, na n'ihi na amanyere unu amanye inwe obi umeala unu nwere ngọzi, unu echeghị na ha nwere ngọzi karịa bụ ndị n'ezie nwere obi umeala n'onwe ha n'ihi okwu ahụ?

15 E, onye nke nwere obi umeala n'onwe ya n'ezie, ma chegharịa site na mmehie ya nile, ma nagide ruo ọgwụgwụ, onye ahụ ka a ga agọzi — e, nwe ngọzi karịrị nke onye amanyere amanye inwe obi umeala n'ihi ịda ogbenye ha karịrị akarị.

16 Ya mere, ngọzi na-adịrị ndị na-enwe obi [a]umeala na-abụghị na amanyere ha amanye inwe obi umeala; ma-ọbụ n'okwu ọzọ, ngọzi na-adịrị onye ahụ kwere n'okwu nke Chineke, ma e mee ya baptism na-enweghị ekwe-ekwe nke obi, e, na-ewetaghị ya ịmata okwu ahụ, ma-ọbụ ọbụna imanye ya ịmata, tutu ha ga-ekwere.

17 E, enwere ọtụtụ ndị na-asị: Ọbụrụ na i ga-egosị anyị [a]ihe iriba-ama sitere n'elu-igwe, mgbe ahụ anyị ga-amata n'ezie; mgbe ahụ anyị ga-ekwere.

18 Ugbua a na m ajụ, nke a ọ bụ okwukwe? Lee, asị m unu, E-e; n'ihi na ọbụrụ na mmadụ mara otu ihe o nweghị ihe ga-akpatara ya [a]ikwere, n'ihi na ọ matawo ya.

19 Ma ugbua, lee otu ọbụbụọnụ ya siri karịa bụ onye [a]matara uche nke Chineke ma ọ naghị eme ya, karịa onye nke na-ekwere nanị, ma-ọbụ nanị nwere ihe mere o jiri kwere, ma daba n'ime njehie?

20 Ugbua n'ihe nke a unu ga-ekpebiriri. Lee, asị m unu, na ọ dị n'otu aka ọbụna dịka ọ dị na nke ọzọ; ma ọ ga-adịrị onye ọbụla dịka ọrụ ya siri dị.

21 Ma ugbua dịka m kwuru gbasara okwukwe — [a]okwukwe abụghị inwe mmata zuru-oke nke ihe nile; ya mere ọbụrụ na unu nwere okwukwe unu ga enwe [b]olile-anya ihe nile ndị a [c]na-ahụbeghị, ndị bụ ezi-okwu.

22 Ma ugbua, lee, a sị m unu, ma ọ ga-adị m mma ma a sị na unu ga-echeta, na Chineke na-emere ndị nile kwere n'aha ya ebere; ya mere ọ na-achọ, na nke mbụ, na unu ga-ekwere, e, ọbụna n'okwu ya.

23 Ma ugbua, ọ na-ezisa okwu ya site na ndị mụọ-ozi nye ndị nwoke, e, [a]ọbụghị nanị ndị nwoke ma ndị nwanyị kwa. Ugbua nke a abụghị ihe nile; [b]Ụmụntakịrị na-enweta okwu nile a na-enye ha ọtụtụ oge, nke na-agbagwọjụ ndị amamihe na ndị nwere mmụta anya.

24 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, dịka unu chọworo ịmata site n'ọnụ m ihe unu ga-eme n'ihi a na akpagbụ unu ma chụpụ unu — ugbua achọghị m na unu ga eche na m bu n'obi ikpe unu ikpe nanị dịka ihe ahụ nke bụ ezi-okwu —

16*a* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
17*a* NGAN Iriba-ama.
18*a* Ita 12:12, 18.
19*a* Jọn 15:22–24.
21*a* Jọn 20:29; Ndị-Hib 11.
*b* NGAN Olile-anya.
*c* Ita 12:6.
23*a* Joel 2:28–29.
*b* Mat. 11:25; Luk 10:21; 3 Nif. 26:14–16; OznỌd. 128:18.

25 N'ihi na-ebughị m n'obi na unu, unu nile ka amanyeworo amanye iwedata onwe unu ala; n'ihi na e kwere m n'ezie na enwere ụfọdụ n'etiti unu ndị ga ewedata onwe ha ala, ka ha nọrọ n'ụdị ọnọdụ ọbụla nile ha nwere ike ịnọ.

26 Ugbua, dịka m kwuru gbasara okwukwe—na ọbụghị mmatazu—ọbụna otu ahụ ka ọ dị n'okwu m nile. Unu enweghị ike ịmata maka ịbụ ezi-okwu ha na mbụ, ruo izu oke, ihe ọbụla karịrị okwukwe bụ ịmatazu ihe.

27 Mana lee, ọbụrụ na unu ga-eteta ma kpọte ike nke mụọ unu nile, ọbụna ruo n'ime ihe nchọpụta n'okwu m nile, ma jiri otu mpekele okwukwe, e, ọbụna ọbụrụ na unu enweghị ike ime ihe na-akarịghị [a]ịchọ ikwere, ka ọchịchọ nke a rụọ ọrụ n'ime unu, ọbụna ruo mgbe unu ga-ekwere n'ụdị nke unu ga-enwe ike nye ọnọdụ maka otu akụkụ nke okwu m nile.

28 Ugbua, anyị ga-atụnyere okwu ahụ nye otu [a]mkpụrụ-akụkụ. Ugbua, ọbụrụ na unu nye ọnọdụ, ka e wee kunye otu [b]mkpụrụ-akụkụ [c]n'obi unu, lee, ọbụrụ na ọ bụ ezi mkpụrụ-akụkụ ma-ọbụ mkpụrụ-akụkụ dị-nma, ọbụrụ na unu atufughị ya site [d]n'ekweghị-ekwe unu, na unu ga-ajụ Mụọ nke Onyenwe, lee, ọ ga-amalite ikolite n'ime obi unu nile; ma mgbe unu ga-enweta mmegharị arụ nkolite ndị a nile, unu ga-amalite ikwu n'ime onwe unu—Ọ ga-abụrịrị na nke a bụ mkpụrụ-akụkụ dị mma, ma-ọbụ na okwu ahụ dị mma, n'ihi na ọ malitewo ime ka mkpụrụ-obi m buwanye ibu; e, ọ malitewo ime ka [e]nghọta m nwee mgbaama, e, ọ malitewo ịtọ m ụtọ.

29 Ugbua lee, nke a ọ gaghị eme ka okwukwe unu bawanye? Asị m unu, E; otu o sila dị o torubeghị n'ịmatazu ihe.

30 Mana lee, dịka mkpụrụ-akụkụ ahụ na-ekolite, ma na-epupụta, ma malite ito, mgbe ahụ Ị ga ekwurịrị na mkpụrụ-akụkụ ahụ dị mma; n'ihi na lee ọ na-ekolite, ma na-epupụta, ma na-amalite ito. Ma ugbua, lee, nke a ọ gaghị eme ka okwukwe unu sie ike? E, ọ ga-eme ka okwukwe unu sie ike: n'ihi na unu ga-asi a matara m na nke a bụ mkpụrụ-osisi dị mma; n'ihi na lee o pupụtawo ma malite ito.

31 Ma ugbua, lee, unu matara nke ọma na nke a bụ mkpụrụ-akụkụ dị mma? Asị m unu, E, n'ihi na mkpụrụ-akụkụ ọbụla na-amịpụta [a]n'ụdị nke onwe ya.

32 Ya mere, ọbụrụ na mkpụrụ-akụkụ na-eto eto ọ dị mma, mana ọbụrụ na ọ naghị eto, lee ọdịghị mma, ya mere a na-atụfu ya.

33 Ma ugbua, lee, n'ihi na unu anwalewo ihe-omume eji achọpụta ezi-okwu ahụ, ma kụọ mkpụrụ-akụkụ ahụ, ma o kolitere ma pupụta, ma malite ito,

27*a* Mak. 11:24.
28*a* Alma 33:1.
*b* Luk 8:11.
*c* NGAN Obi.
*d* Mat. 17:20.
*e* NGAN Nghọta.
31*a* Jen. 1:11–12.

unu ga-amatarịrị na mkpụrụ-
akụkụ ahụ dị mma.
34 Ma ugbua, lee, [a]ọmụma-ihe
unu o zuru oke? E, ọmụma-ihe
unu ezuwo oke n'ihe ahụ, ma
[b]okwukwe unu adịghị arụ ọrụ;
ma nke a n'ihi na unu matara na
okwu ahụ ekolitewo mkpụrụ-
obi unu nile, ma unu matakwara
na o pulitawo, na nghọta unu
malitere inweta mgba-ama, ma
[c]echiche unu malitere ịsa mbara.
35 O mgbe ahụ, nke a ọ bụghị
ihe mere eme? Asị m unu, E,
n'ihi na ọ bụ [a]ìhè; ma ihe ọbụla
bụ ìhè, dị mma, n'ihi na ọ na-
egosị ihe dị iche, ya mere unu
ga-amata na ọ dị mma; ma
ugbua lee, mgbe unu detuworo
ìhè a ọnụ ọmụma-ihe unu ozu-
wo oke?
36 Lee asị m unu, E-e; ọbụghị
ma unu ga-edebe okwukwe
unu n'akụkụ, n'ihi na unu
etinyewo okwukwe unu n'ọrụ
n'ịkụ mkpụrụ-akụkụ ahụ ka
unu wee nwale ihe omume ahụ
eji achọpụta ezi-okwu ịmata ma
mkpụrụ-akụkụ ahụ ọ dị mma.
37 Ma lee, dịka osisi ahụ mali-
tere ito, unu ga-asị: Ka anyị
zụọ ya na nnukwu mkpacha-
pụ-anya, ka o wee nweta mgbọ-
rọgwụ, ka o wee tolite, ma we-
pụta mkpụrụ nye anyị. Ma
ugbua lee, ọbụrụ na unu zụọ ya
na nnukwu mkpachapụ-anya
ọ ga-enweta mgbọrọgwụ, ma
tolite, ma wepụta mkpụrụ.
38 Mana ọbụrụ na unu [a]lelịa
osisi ahụ, ma ghara iche uche
maka ọzụzụ ya, lee ọ gaghị
enweta mgbọrọgwụ ọbụla; ma
mgbe okpom ọkụ nke anyanwụ
ahụ bịara ma chanwụọ ya, n'ihi
na o nweghị mgbọrọgwụ ọ kpọ-
nwụọ, ma unu ga efopụ ya ma
tufuo ya.
39 Ugbua, nke a abụghị n'ihi
na mkpụrụ-akụkụ ahụ adịghị
mma, ọbụghị ma-ọbụ n'ihi na
mkpụrụ-akụkụ ya agaghị agụ
agụụ; kama ọ bụ n'ihi na
[a]ala unu enweghị ike imịta
mkpụrụ; ma unu achọghị ịzụ
osisi ahụ, ya mere unu enwe-
ghị ike inweta mkpụrụ ahụ ga-
esite na ya.
40 Ma otu a, ọbụrụ na unu
agaghị azụ okwu ahụ, na-elepụ
anya n'iru jiri anya nke okwu-
kwe na-ele mkpụrụ dị ya, unu
enweghị ike ịghọta mkpụrụ nke
[a]osisi ahụ nke osisi nke ndụ.
41 Mana ọbụrụ na unu ga-azụ
okwu ahụ, e, zụọ osisi ahụ dịka
ọ na-amalite ito, site n'okwu-
kwe unu jiri nnukwu mgbalị,
ma jiri [a]ndidi, na-elekwasị anya
na mkpụrụ ga esite na ya, ọ
ga-enweta mgbọrọgwụ; ma lee
ọ ga-abụ osisi [b]n'epulite ruo na
ndụ mgbe nile na-adigide.
42 Ma n'ihi [a]mgbalị unu na
okwukwe unu na ndidi unu
n'okwu ahụ n'ịzụ ya, ka o
wee nweta mgbọrọgwụ n'ime
unu, lee, emesịa unu ga-aghọta
[b]mkpụrụ ga-esite na ya, nke
kachasị ịdị oke ọnụ ahịa, nke dị

34*a* NGAN Mmata-ihe.
*b* Ita 3:19.
*c* NGAN Uche.
35*a* Jọn 3:18–21.
NGAN Ìhè, Ìhè nke
Kraịst.
38*a* NGAN Ngọnarị
Okwukwe.
39*a* Mat. 13:5.
40*a* Jen. 2:9; 1 Nif. 15:36.
41*a* NGAN Ndidi.
*b* Alma 33:23;
OznỌd. 63:23.
42*a* NGAN Irusi-ọrụ Ike.
*b* 1 Nif. 8:10–12.

ụtọ karịa ihe nile na-atọ ụtọ,
na nke dị ọcha karịa ihe nile
dị ọcha, e, na enweghị ntụpọ
karịa ihe nile nke na-enweghị
ntụpọ; ma unu ga-eri-oriri
n'elu mkpụrụ nke a ọbụna
ruo mgbe afọ unu juru, nke bụ
na agụụ agaghị agụ unu, ọbụ-
ghị ma akpịrị ọ ga-akpọ unu
nkụ.
43 Mgbe ahụ, ụmụnne m nwo-
ke, unu ga aghọrọ ụgwọ ọrụ nile
nke okwukwe unu, na mgbalị
unu, na ndidi, na ogologo-nta-
chị-obi, na-echere ka osisi ahụ
wepụta mkpụrụ nye unu.

## ISI 33

*Zinọs kụziri na ndị mmadụ kwesị-rị ikpe ekpere ma fee ofufe n'ebe nile, ma na ikpe nile ka e wezugara n'ihi Ọkpara ahụ—Zinọk kụziri na a na-eme ebere n'ihi Ọkpara ahụ—Moses ewelitewo n'ime ọzara ahụ otu ụdị nke Ọkpara nke Chineke ahụ. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA mgbe Alma kwusịworo
okwu ndị a nile, ha zigaara ya
ozi na-achọ ịmata ma ha kwesị-
rị ikwere [a]n'otu Chineke, ka
ha nwe ike inweta mkpụrụ-osi-
si a nke o kwuworo maka ya,
ma-ọbụ otu ha ga-esi wee kụọ
[b]mkpụrụ ahụ, ma-ọbụ okwu
ahụ nke o kwuworo maka ya,
nke o kwuru na a ga-akụrịrị
n'ime obi ha nile; ma-ọbụ
n'ụdị ha ga-amalite igosi okwu-
kwe ha.
2 Ma Alma sịrị ha: Lee, unu
asịwo na unu [a]enweghị kwa
ike ife Chineke unu n'ihi na a
chụpụrụ unu site n'ụlọ-nzukọ
unu nile. Mana lee, asị m unu,
ọbụrụ na unu chere na unu
enweghị ike ife Chineke, unu
na-eme nnukwu mmehie, ma
unu kwesịrị ịchọ [b]n'akwụkwọ-
nsọ nile; ọbụrụ na unu chere na
ha akụziworo unu nke a, unu
aghọtaghị ha.
3 Unu chetara na unu agụwọ-
rịị ihe [a]Zinọs, onye-amụma
mgbe ochie, kwuworo gbasara
ekpere ma-ọbụ [b]ife ofufe?
4 N'ihi na ọ sịrị: Ị na-eme
ebere, O Chineke, n'ihi na ị
nụwo ekpere m, ọbụna mgbe m
nọ n'ime ọzara; e, ị mere ebere
mgbe m kpere ekpere gbasara
ndị bụ [a]ndị-iro m nile, ma ị tụ-
ghariri ha nye m.
5 E, O Chineke, ma ị meere m
ebere mgbe m kpọkuru gị n'ime
[a]ubi m; mgbe m kpọkụru gị n'e-
kpere m, ma ị nụrụ olu m.
6 Ma ọzọ, O Chineke, mgbe m
tụgharịrị baa n'ụlọ m ị nụrụ olu
m n'ime ekpere m.
7 Ma mgbe m tụgharịrị baa
[a]n'ụlọ-nta m, O Onye-nwe, ma
kpeere gị ekpere, ị nụrụ olu m.
8 E, ị na-emere ụmụ gị ebere
mgbe ha kpọkuru gị, ka ị wee
nụ ma ọbụghị ka ndị mmadụ
nụ, ma ị ga-anụ olu ha.
9 E, O Chineke, ị na-emere m

**33** 1*a* 2 Nif. 31:21; Mosa. 15:2–4.
*b* Alma 32:28–43.
2*a* Alma 32:5.
*b* Alma 37:3–10.
3*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile furu-efu; Zinọs.
*b* NGAN Fee Ofufe.
4*a* Mat. 5:44.
5*a* Alma 34:20–25.
7*a* Mat. 6:5–6; Alma 34:26.

rịị ebere, ma ị nụrụ akwa m nile
n'etiti ndị ọgbakọ-nsọ gị nile.
10 E, ma ị nuwokwa olu m
mgbe a [a]chụpụworo m ma ndị-
iro m e leliwo m; e, ị nụrụ akwa
m nile, ma ị wesoro ndị-iro m
iwe, ma ị letara ha n'iwe gị jiri
mbibi dị ọsọ-ọsọ.
11 Ma ị nụrụ olu m n'ihi
mkpagbu m nile na ikwu ezi-
okwu m; ma ọ bụ n'ihi Ọkpara
gị ka ị na-emere m ebere otu a,
ya mere aga m akpọkụ gị n'ime
mkpagbu m nile, n'ihi na n'ime
gị ka ọñụ m dị; n'ihi na ị tụgha-
rịwo ikpe gị nile site n'ebe m nọ
n'ihi Ọkpara gị.
12 Ma ugbua Alma sịrị ha:
Unu kwere [a]n'akwụkwọ-nsọ
nile ndị ahụ nke e deworo site
na ndị mgbe ochie ahụ?
13 Lee, ọbụrụ na unu kwere,
unu ga-ekwere ihe [a]Zinọs kwu-
ru; n'ihi na, lee ọ sịrị: Ị
tụgharịpụwo ikpe gị nile n'ihi
Ọkpara gị.
14 Ugbua lee, ụmụnne m
nwoke, a ga m ajụ ma unu agụ-
wo akwụkwọ-nsọ nile? Ọbụrụ
na unu agụwo, olee otu unu
ga-esi ghara-ikwere n'Ọkpara
nke Chineke ahụ?
15 N'ihi na [a]edeghị ya na nanị
Zinọs kwuru maka ihe ndị a
nile, mana [b]Zinọk kwukwara
maka ihe ndị a nile—
16 N'ihi na lee, ọ sịrị: Iwe na-
ewe gị, O Onye-nwe, n'ebe ndị
a nọ n'ihi na ha agaghị aghọta
obi ebere gị nile nke ị wụkwasị-
woro ha n'ihi Ọkpara gị.
17 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, unu hụrụ na onye-amụma
mgbe ochie nke abụọ agbawo
ama maka Ọkpara Chineke ahụ,
ma n'ihi na ndị ahụ achọghị
ịghọta okwu ya nile ha tụgburu
ya [a]n'okwute.
18 Mana lee, nke a abụghị ihe
nile; ndị a abụghị nanị ndị
kwuworo okwu gbasara Ọkpa-
ra nke Chineke ahụ.
19 Lee, e kwuru okwu maka
ya site n'ọnụ [a]Moses; e, ma
lee otu [b]ụdị ya ka [c]ewelitere
elu n'ime ọzara ahụ, na onye
ọbụla nke ga-elekwasị ya anya
ga-adị ndụ. Ma ọtụtụ lere ma
dị ndụ.
20 Mana ole na ole ghọtara ihe
ihe ndị a nile pụtara, ma nke
a n'ihi isi-ike nke obi ha nile.
Mana enwere ọtụtụ ndị e mesị-
woro obi ha ike nke mere na
ha achọghị ile, ya mere ha lara
n'iyi. Ugbua ihe mere ha achọ-
ghị ile bụ n'ihi na ha ekweghị
na ọ [a]ga-agwọ ha.
21 O ụmụnne m nwoke, o
bụrụ na enwere ike ịgwọ unu
site na nanị ileghari anya unu
nile na a ga-agwọ unu, unu
agaghị ele ọsọ-ọsọ, ma-ọbụ ọ ga-
akara unu mma na imesi obi
unu nile ike n'ekweghị-ekwe,
ma dị ume-ngwụ, na unu aga-
ghị elegharị anya unu nile, ka
unu wee ala-n'iyi?

10*a* Alma 32:5.
12*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
13*a* Alma 34:7.
15*a* Jekọb 4:4.
*b* 1 Nif. 19:10; Alma 34:7.
17*a* NGAN Ogbugbu n'ihi Okwukwe, Onye e Gburu n'ihi Okwukwe ya na Jisus Kraịst.
19*a* Deut. 18:15, 18; Alma 34:7.
*b* Ọnọgụ. 21:9; 2 Nif. 25:20; Mosa. 3:15.
*c* Jọn 3:14; Hil. 8:14–15.
20*a* 1 Nif. 17:40–41.

22 Ọbụrụ otu ahụ, ahụhụ ga-abịakwasị unu; mana ọbụrụ na ọbụghị otu a, mgbe ahụ legharịa anya unu nile na [a]malite ikwere n'Ọkpara nke Chineke, na ọ ga-abịa ịgbapụta ndị ya, ma na ọ ga-ata ahụhụ ma nwụọ [b]ịchụ-aja maka mmehie ha nile; ma na ọ [c]ga-ebilite ọzọ site na ndị nwụrụ-anwụ, nke ga-eweta na mmezu [d]mbilite n'ọnwụ ahụ, na mmadụ nile ga-eguzoro n'iru ya, ka ekpe ha ikpe n'ụbọchị ikpe-azụ na ụbọchị ikpe ahụ dịka [e]ọrụ ha nile siri dị.

23 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke, achọrọ m ka unu [a]kụọ okwu nke a n'ime obi unu nile, ma dịka ọ na-amalite iko-eko ọbụna otu ahụ zụọ ya site n'okwukwe unu. Ma lee, ọ ga-aghọ otu osisi, [b]na-epulite n'ime unu ruo ndụ mgbe nile na-adigide. Ma mgbe ahụ ka Chineke ga-emere unu ka [c]ibu-arọ unu nile wee dị mfe, site n'ọñụ nke Ọkpara ya. Ma ọbụna ihe nile a ka unu ga-enwe ike ime ma ọbụrụ na unu chọọ. Amen.

## ISI 34

*Amiulek wee gbaa ama na okwu ahụ dị n'ime Kraịst ruo nzọpụta —Ma ọbụghị na-achụrụ aja mgbaghara mmehie, mmadụ nile ga-alarịrị n'iyi—Iwu nile nke Moses na-arụ aka n'ịchụ-aja nke Ọkpara Chineke ahụ—Atụmatụ ebighi-ebi nke mgbapụta ahụ gbakwasịrị ụkwụ n'okwukwe na nchegharị—Kpee ekpere maka ngọzi nile nke arụ na nke mụọ—Ndụ nke a bụ oge dịrị ndị mmadụ ịkwado ịgakwuru Chineke—Rụpụta nzọpụta unu jiri-egwu n'iru Chineke. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe Alma kwuworo okwu ndị a nile nye ha ọ nọdụrụ ọdụ n'elu ala ahụ, ma [a]Amiulek biliri ma malite ịkụziri ha, na-asị:

2 Ụmụnne m nwoke, echere m na ọ bụ ihe na-agaghị ekwe omume na unu nọ n'amaghị ama maka ihe nile nke e kwuworo gbasara ọbịbịa nke Kraịst, onye nke anyị na-akụzi na ọ bụ Ọkpara nke Chineke; e, amatara m na [a]ihe ndị a nile na akụziiri unu ha n'uju tutu unu enwe nghọtahịe site n'etiti anyị.

3 Ma dịka unu chọworo n'aka nwanne m nwoke m hụrụ n'anya na ọ ga-eme ka unu mata ihe unu ga-eme, n'ihi mkpagbu unu nile; ma o kwuwo ihe ole na ole nye unu ịkwado echiche unu nile; e, ma ọ gbawo unu ume ruo inwe okwukwe na inwe ndidi—

4 E, ọbụna na unu ga-enwe nnukwu okwukwe dịka ọbụna [a]ịkụ okwu ahụ n'ime obi unu nile, ka unu nwe ike nwalee ihe-omume eji achọpụta ezi-okwu nke ịdị mma ya.

5 Ma anyị ahụwo na nnukwu ajụjụ nke dị n'ime echiche unu nile bụ ma okwu ahụ ọ dị n'ime

22*a* Alma 32:27–28.
*b* Alma 22:14; 34:8–9.
*c* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*d* Alma 11:44.
*e* NGAN Ọrụ nile.
23*a* Alma 33:1; 34:4.
*b* Alma 32:41; OznỌd. 63:23.
*c* Alma 31:38.
**34** 1*a* Alma 8:21.
2*a* Alma 16:13–21.
4*a* Alma 33:23.

Ọkpara nke Chineke, ma-ọbụ
ma a gaghị enwe Kraịst ọbụla.
6 Ma unu hụkwara na nwanne
m nwoke emewo ka unu mata
site n'ọtụtụ ihe ịma-atụ nile, na
[a]okwu ahụ dị n'ime Kraịst ruo
nzọpụta.
7 Nwanne m nwoke akpọ-
kwasịwo okwu nile nke Zinọs,
na mgbapụta ga-abịa site n'Ọ-
kpara nke Chineke ahụ, na kwa
n'okwu nile nke Zinọk; na
kwa o kwugharịwo okwu nke
Moses, igosi na ihe ndị a nile bụ
ezi-okwu.
8 Ma ugbua, lee, aga m [a]agba-
ra unu ama maka onwe m na
ihe ndị a nile bụ ezi-okwu. Lee
asị m unu, na a matara m na
Kraịst ga-abịa n'etiti ụmụ nke
mmadụ, ma bukwasị onwe ya
njehie nile nke ndị ya, ma na ọ
[b]ga-achụ aja mgbaghara mme-
hie maka mmehie nile nke ụwa;
n'ihi na Onye-nwe Chineke
ekwuwo ya.
9 N'ihi na ọ dị mkpa na a
[a]ga-achụ aja mgbaghara mme-
hie; n'ihi na dịka [b]atụmatụ nke
Chineke ebighi-ebi ahụ siri dị
a ga-enweriri aja mgbaghara
mmehie a chụrụ, ma ọdịghị otu
a mmadụ nile ga-alarịrị n'iyi
n'enweghị nzeta; e, mmadụ
nile emesịwo obi ha ike; e,
mmadụ nile [c]adawo ma ha efu-
wo, ma ga-alarịrị n'iyi ma
ọbụghị site na aja mgbaghara
mmehie nke dị mkpa na a
ga-achụrịrị.
10 N'ihi na ọ dị mkpa na a ga-
enwe nnukwu na [a]aja ikpe-azụ;
e, ọbụghị iji mmadụ achụ-aja,
ọbụghị ma-ọbụ iji anụmanụ,
ọbụghị ma-ọbụ n'ụdị nnụnụ
ọbụla; n'ihi na ọ gaghị abụ iji
mmadụ achụ-aja; kama ọ ga-
abụrịrị nke [b]na-enweghị oke na
[c]aja ebighi-ebi.
11 Ugbua onweghị onye ọbụla
nke ga-enwe ike iji ọbara ya
chụọ aja nke ga-akwụ-ụgwọ
mmehie nile nke onye ọzọ.
Ugbua, ọbụrụ na mmadụ egbuo
mmadụ, lee iwu anyị, nke [a]zịrị
ezi, ọ ga-ewere ndụ nke nwanne
ya nwoke? Asị m unu, E-e.
12 Kama iwu ahụ na-achọ ndụ
nke onye ahụ [a]gbuworo mma-
dụ; ya mere ọdịghị ihe ọbụla
nke na-erughị aja mgbaghara
mmehie enweghị oke nke ga-
ezu maka mmehie nile nke ndị
ụwa.
13 Ya mere, ọ dị mkpa na a
ga-enwe nnukwu na aja ikpe-
azụ, ma mgbe ahụ a ga-enwe,
ma-ọbụ ọ dị mkpa na a ga-enwe,
[a]nkwụsị nke ịkwafu ọbara;
mgbe ahụ ka [b]iwu nke Moses
ga-emezu; e, ọ ga-abụ ihe
emezuru ha nile, isi-okwu na
mpekele ọbụla, ma ọdịghị nke
ọbụla gaara-agabiga.
14 Ma lee, nke a bụ ihe [a]iwu
ahụ nile [b]pụtara, akụkụ-ntakịrị

6*a* Jọn 1:1, 14.
8*a* NGAN Gbaa-ama.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
9*a* Alma 33:22.
*b* Alma 12:22–33; Moses 6:62.
*c* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
10*a* Moses 5:6–7.
*b* 2 Nif. 9:7.
*c* NGAN Chụọ-aja, Ịchụ-aja.
11*a* Deut. 24:16; Mosa. 29:25.
12*a* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ; Igbu-mmadụ.
13*a* 3 Nif. 9:17, 19–20.
*b* 3 Nif. 15:5.
14*a* NGAN Iwu nke Moses.
*b* Alma 30:3.

ọbụla na-arụtụ-aka na nnukwu
na [c]aja-ikpe-azụ ahụ; ma nnu-
kwu na aja ikpe-azụ ahụ ga-abụ
Ọkpara nke Chineke, e, enwe-
ghị oke na ebighi-ebi.
15 Ma otu a ọ ga-eweta [a]nzọpụ-
ta nye ndị nile ga-ekwere n'aha
ya; nke a ebe ọ bụ nzube nke
aja-ikpe-azụ a, iweta afọ nile
nke ebere, nke na-aka ikpe-ziri-
ezi ike, ma na-ewetara ndị mma-
dụ ụzọ ha ga-esi nwee okwu-
kwe ruo na nchegharị.
16 Ma otu a [a]ebere nwere ike
metazuo ihe nile kwesịrị-ime
nke [b]ikpe zịrị ezi chọrọ, ma
gbagide ha gburu-gburu n'aka
nile nke nchekwa, ebe onye
ahụ na-anaghị enwe okwukwe
baa na nchegharị ka a gbara
ọtọ nye ọchịchọ iwu dum nke
[c]ikpe-ziri-ezi; ya mere nanị nye
onye ahụ nke nwere okwukwe
baa na nchegharị ka a na-ewe-
tara nnukwu na atụmatụ [d]ebi-
ghi-ebi nke mgbapụta.
17 Ya mere ka Chineke kwe-
nyere unu, ụmụnne m nwoke,
ka unu wee malite igosi [a]okwu-
kwe unu baa na nchegharị, ka
unu wee malite [b]ịkpọku aha nsọ
ya, ka o wee meere unu ebere;
18 E, tikuo ya maka ebere; n'ihi
na ọ bụ dike na-nzọpụta.
19 E, wedatanu onwe unu ala,
ma na-ekpe ekpere esepụghị
aka nye ya.
20 Tikuo ya mgbe unu nọ n'ubi
unu nile, e, maka igwe-atụrụ unu
nile.
21 [a]Tikuo ya n'ụlọ unu nile, e,
maka ezi na ụlọ unu nile, ma
n'ụtụtụ, n'etiti ehihie, ma n'a-
nyasị.
22 E, tikuo ya megide ike nke
ndị iro unu nile.
23 E, [a]tikuo ya megide
[b]ekwensu ahụ, onye bụ onye iro
nye [c]ezi-omume nile.
24 Tikuo ya maka akụkụ nile
nke ubi unu nile, ka unu wee
mee nke ọma n'ime ha.
25 Tie mkpu maka igwe-atụrụ
nile nke ubi unu nile, ka ha wee
baa ụba.
26 Mana nke a abụghị ihe nile;
unu ga-awụpụtariri mkpụrụ-
obi unu nile n'ime [a]ụlọ-nta unu
nile, na ebe nzụzọ unu nile, na
n'ime ọzara unu.
27 E, ma mgbe unu na-anaghị
etiku Onye-nwe, ka [a]obi unu
nile [b]jupụta, esepụtara n'ekpe-
re nye ya na-esepụghị-aka
maka ọdịmma nke unu, na kwa
maka ọdịmma nke ndị gbara
unu gburu-gburu.
28 Ma ugbua lee, ụmụnne m
nwoke m hụrụ n'anya, asị m
unu, unu echela na nke a bụ ihe
nile; n'ihi na mgbe unu mesị-
woro ihe ndị a nile, ọbụrụ na
unu chụpụ [a]ndị nọ na mkpa, na
ndị gba-ọtọ, ma ghara ileta ndị
ọrịa na ndị nọ na mkpagbu,
ma [b]na-eke site n'ihe unu nwe-

14*c* OznỌd. 138:35.
15*a* NGAN Nzọpụta.
16*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*c* Alma 12:32.
*d* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
17*a* NGAN Okwukwe.
*b* NGAN Ekpere.
21*a* Abụọma 5:1–3; 3 Nif. 18:21.
23*a* 3 Nif. 18:15, 18.
*b* NGAN Ekwensu.
*c* NGAN Ezi-omume, Ime Ezi-omume.
26*a* Mat. 6:5–6.
27*a* NGAN Obi.
*b* NGAN Ntụgharị Uche.
28*a* NGAN Ogbenye.
*b* NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye.

re, ma ọbụrụ na unu nwere,
nye ndị nọ na mkpa — Asị m
unu, ọbụrụ na unu emeghị otu
n'ime ihe ndị a nile, lee, [c]ekpere
unu bụ nke [d]efu, ma ọdịghị uru
ọbụla ọ ga-abara unu, ma unu
dị ka ndị-iru-abụọ ndị na-agọ-
narị okwukwe ahụ.
29 Ya mere, ọbụrụ na unu ana-
ghị echeta ịnwe [a]afọ-ọma, unu
dị ka afụrụ izuzu, nke ndị
na-akpụ-ọla tufuru etufu, (ebe
ọ na-adịghị uru ọ bara) ma
ndị mmadụ na-azọgide ya
n'okpuru ukwu.
30 Ma ugbua, ụmụnne m
nwoke, Ọ ga-adị m mma ka,
mgbe unu nataworo ọtụtụ aka-
ebe ha otu a, ebe unu hụrụ
na akwụkwọ-nsọ nile na-agba
ama maka ihe ndị a nile, unu
bịarute ma mịta [a]mkpụrụ baa
na nchegharị.
31 E, ọ ga-adị m mma na unu
ga-abịarute ma ghara imesi kwa
obi unu ike ọzọ; n'ihi na lee,
ugbua bụ oge ahụ na [a]ụbọchị
nke nzọpụta unu; ma ya mere,
ọbụrụ na unu ga echegharị ma
ghara imesi obi unu nile ike, otu
mgbe ahụ ka a ga-emezupụta
nnukwu atụmatụ nke mgbapụta
ahụ nye unu.
32 N'ihi na lee, ndụ nke a
bụ oge ahụ dịrị ndị mmadụ
[a]ịkwadobe ijekwuru Chineke;
e, lee ụbọchị nke ndụ nke a
bụ ụbọchị dịrị ndị mmadụ iji
rụọ ọrụ ha nile.
33 Ma ugbua, dịka m gwara
unu n'oge gara aga, dịka unu
nweworo ọtụtụ ndị aka-ebe, ya
mere, ana m arịọ unu ka unu
ghara [a]igbu oge maka ụbọchị
[b]nchegharị unu wee ruo n'ikpe-
azụ; n'ihi ụbọchị nke ndụ nke
a gasịa, nke e nyere anyị ịkwa-
dobe maka mgbe ebighi-ebi,
lee ọbụrụ na anyị emeghị ka
oge anyị ka mma na ndụ nke
a, mgbe ahụ ka [c]abalị nke [d]ọchị-
chịrị ga-abịa n'ime nke anaga-
ghị enwe ọrụ a ga arụ.
34 Unu enweghị ike ịsị, mgbe
e wetara unu [a]n'ihe isi-ike ahụ
dị egwu, na m ga-echegharị na
m ga-alaghachịkwuru Chineke
m. E-e, unu enweghị ike ikwu
nke a, n'ihi na otu mụọ ahụ nke
nwetara arụ unu nile n'oge nke
unu na-apụ site na ndụ nke a,
otu mụọ ahụ ga-enwe ike inwe-
re arụ unu nile n'ụwa ebighi-
ebi ahụ.
35 N'ihi na lee, ọbụrụ na unu
egbuwo oge maka ụbọchị nke
nchegharị unu ọbụna wee ruo
ọnwụ, lee, unu aghọwo [a]ndị
mụọ nke ekwensu ahụ na-achị,
ma ọ [b]ga-arachi unu nke ya; ya
mere; Mụọ nke Onye-nwe esịwo
n'ime unu pụọ, ma o nweghị
kwa ọnọdụ n'ime unu, ma
ekwensu ahụ nwere ike nile
n'ebe unu nọ; ma nke a bụ ọnọ-
dụ ikpe-azụ nke ndị ajọọ-
omume.
36 Ma nke a ka m matara, n'ihi

28*c* Mat. 15:7–8.
*d* Moro. 7:6–8.
29*a* NGAN Afọ-ọma.
30*a* Mat. 3:8; Alma 13:13.
31*a* Ndi Rom 13:11–12.
32*a* 2 Nif. 2:21;
Alma 12:24; 42:4–6.
33*a* Hil. 13:38;
OznỌd. 45:2.
*b* NGAN Chegharia,
Nchegharị.
*c* Jọn 9:4;
OznỌd. 45:17.
*d* NGAN Ọchịchịrị nke
Mụọ; Ọnwụ nke Mụọ.
34*a* Alma 40:13–14.
35*a* 2 Nif. 28:19–23.
*b* 2 Nif. 9:9.

na Onye-nwe asịwo na ya anaghị ebi n'ime [a]temple na-adịghị nsọ, kama n'ime obi nile nke [b]ndị ezi-omume ka ọ na-ebi; e, ma ọ sịwo kwa na ndị ezi-omume ga-anọdụ n'ala-eze ya, ha agaghị apụ kwa ọzọ; kama uwe ha nile ka a ga-eme ka ha dị ọcha site n'ọbara nke Nwa-atụrụ ahụ.

37 Ma ugbua, ụmụnne m nwoke m hụrụ n'anya, achọrọ m ka unu na-echeta ihe ndị a nile, ma na unu [a]ga-arụpụta nzọpụta unu jiri ịtụ-egwu n'iru Chineke, ma na unu agaghị agọnarị kwa ọbịbịa nke Kraịst ọzọ.

38 Ka unu ghara [a]ịdọ kwa ndọrọ-ndọrọ ọzọ megide Mụọ Nsọ ahụ, kama ka unu nabata ya, ma bukwasị onwe unu [b]aha nke Kraịst; ka unu wee wedata onwe unu ala ọbụna ruo na ntụ, ma [c]fee Chineke, n'ebe ọbụla unu ga-anọ, n'ime mụọ na n'ezi-okwu; ma ka unu biri [d]n'inye ekele kwa ụbọchị, maka ọtụtụ ebere nile na ngọzi nile nke ọ na-awụkwasị unu.

39 E, ma ana m arịọkwa unu, ụmụnne m nwoke, ka unu [a]na-eche-nche baa n'ikpe-ekpere esepụghị-aka, ka a ghara idufu unu site [b]n'ọnwụnwa nile nke ekwensu, ka ọ ghara inwe ike karịa unu, ka unu ghara ịghọ ndị nọ n'okpuru ya n'ụbọchị ikpe-azụ ahụ; n'ihi na lee, ọ [c]gaghị akwụ unu ụgwọ ọrụ ihe ọma.

40 Ma ugbua ụmụnne m ndị m hụrụ n'anya, a ga m arịọ unu inwe [a]ndidi, ma ka unu na-anagide ụdi mkpagbu nile dị iche iche; ka unu ghara [b]ịkparị ndị ahụ na-achụpụ unu n'ihi ịda ogbenye unu karịrị akarị, adịghị ama-ama unu-aghọ ndị mmehie dịka ha;

41 Kama ka unu nwe ndidi, ma na-anagide mkpagbu nile ndị ahụ, n'olile-anya siri ike na otu ụbọchị unu ga-ezu ike site na mkpagbu unu nile.

## ISI 35

*Ikwusaa okwu ahụ wee bibie aghughọ nke ndị Zorọm — Ha wee chụpụ ndị nile gbanwere, ndị sonyere ndị nke Amọn na Jeshọn mgbe ahụ — Alma wee nọdụ na mwute n'ihi ajọọ-omume nke ndị ahụ. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua o wee ruo na mgbe Amiulek kwusịworo okwu ndị a nile, ha wezugara onwe ha site n'igwe mmadụ ahụ ma bịafeta n'ime ala nke Jeshọn.

2 E, ma ụmụnne ya ndị fọdụrụ, mgbe ha kwusaworo okwu ahụ nye ndị Zorọm, bịafetakwara n'ime ala nke Jeshọn.

3 Ma o wee ruo na mgbe akụkụ nke ndị kara bụrụ ndị a ma

36*a* Mosa. 2:37; Alma 7:21; Hil. 4:24.
*b* ngan Ezi-omume, Ime Ezi-omume.
37*a* Ndị-Fil. 2:12.
38*a* ngan Ndọrọ-ndọrọ.
*b* Mosa. 5:8; Alma 5:38.
*c* ngan Fee Ofufe.
*d* Abụọma 69:30; OznỌd. 59:7. ngan Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
39*a* ngan Nche, Ndị-nche.
*b* ngan Nwaa, Ọnwụnwa.
*c* Alma 30:60.
40*a* ngan Ndidi.
*b* OznỌd. 31:9.

ama na ndị nke Zorọm tụgharị-
kọtaworo uche gbasara okwu
nile ndị ekwusaworo nye ha,
iwe were ha n'ihi okwu ahụ,
n'ihi na o bibiri [a]aghụghọ ha; ya
mere ha achọghị ịña ntị n'okwu
nile ahụ.
4 Ma ha zipụrụ ma kpọkọta
ọnụ n'akụkụ ala ahụ nile ndị
mmadụ nile, ma tụgharịkọta
uche ha na ha gbasara okwu nile
nke e kwuworo rịị.
5 Ugbua ndị ọchịchị ha na ndị
nchụ-aja ha na ndị nkuzi ha
ekweghị ka ndị ahụ mata gba-
sara ọchịchọ ha nile; ya mere
ha chọpụtara na nzuzo uche
nile nke ndị ahụ.
6 Ma o wee ruo na mgbe ha
chọpụtaworo uche nile nke ndị
ahụ, ndị nke kwadoro okwu
nile ahụ nke Alma na ụmụnne
ya kwuworo a chụpụrụ ha site
n'ala ahụ; ma ha dị ọtụtụ; ma
ha gafetakwara n'ime ala nke
Jeshọn ahụ.
7 Ma o wee ruo na Alma na
ụmụnne ya nwoke kwusaara ha
ozi ọma.
8 Ugbua ndị nke ndị Zorọm
were iwe megide ndị nke Amọn
ndị nọ na Jeshọn, ma onye-isi
ọchịchị nke ndị Zorọm, ebe ọ
bụ ajọọ mmadụ, zifere ozi nye
ndị nke Amọn na-achọ ha ka
ha chụpụ site n'ala ha ndị nile
gafetara site na ha bata n'ime
ala ha.
9 Ma o kupụtara n'ume ọtụtụ
mmaja nile megide ha. Ma
ugbua ndị nke Amọn atụghị
egwu okwu ha nile; ya mere
ha achụpụghị ha, kama ha
nabatara ndị ogbenye nke ndị
Zorọm ndị gafetakwutere ha;
ma ha [a]zụrụ ha, ma yibe ha uwe,
ma nye ha ala nile maka ihe nke-
ta ha, ma ha lekọtara ha dịka
ọchịchọ ha nile siri dị.
10 Ugbua nke a palitere ndị
Zorọm n'iwe megide ndị nke
Amọn, ma ha malitere imekọrị-
ta ha na ndị Leman na ịkpalite
kwa ha iwe iwe megide ha.
11 Ma otu a ndị Zorọm na ndị
Leman malitere ime nkwadobe
nile maka agha megide ndị nke
Amọn, na kwa megide ndị nke
Nifaị.
12 Ma otu a ka afọ nke iri na
asaa nke ọchịchị nke ndị-ikpe
nile na-achị ndị nke Nifaị siri
gwụchaa.
13 Ma ndị nke Amọn pụrụ
site n'ala nke Jeshọn, ma gafeta
n'ime ala nke Melek, ma nye
ohere n'ala nke Jeshọn maka
ndị-agha nile nke ndị Nifaị, ka
ha wee dọọ ndọrọ-ndọrọ ha na
ndị-agha nke ndị Leman na ndị-
agha nile nke ndị Zorọm; ma otu
a ka agha siri malite n'etiti ndị
Leman na ndị Nifaị, n'ime afọ
nke iri na asatọ nke ọchịchị nke
ndị ikpe; ma a ga-eme [a]nkọwasị
maka agha ha nile ma emesịa.
14 Ma Alma, na Amọn, na
ụmụnne ha nwoke, na kwa ụmụ
nwoke abụọ nke Alma laghachi-
ri n'ala nke Zarahemla, mgbe ha
busịwororịị ngwa-ọrụ n'aka
abụọ nke Chineke n'iweta [a]ọtụ-
tụ ndị Zorọm na nchegharị;
ma ka ha ra bụ ndị e wetara na

**35** 3*a* NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
9*a* Mosa. 4:26. NGAN Ọdịmma.
13*a* Alma 43:3.
14*a* Alma 35:6.

nchegharị a chụpụrụ ha site
n'ala ha; mana ha nwere ala
nile maka nketa ha n'ala nke
Jeshọn, ma ha ebuliwo ngwa-
agha nile ichekwa onwe ha, na
ndị nwunye ha, na ụmụ ha, na
ala ha nile.
15 Ugbua Alma, ebe o nwere
mwute maka ajọọ omume nke
ndị ya, e, maka agha nile, na
ịkwafu ọbara nile, na ndọrọ-
ndọrọ nile nke dị n'etiti ha; ma
ebe o jeworo ikwupụta okwu
ahụ, ma-ọbụ ezigara ya ikwu-
pụta okwu ahụ, n'etiti ndị nile
n'obodo-ukwu nile; ma ebe ọ
na-ahụ na obi nile nke ndị ahụ
malitere isi ike, ma na a malite-
re [a]imejọ ha n'ihi isi-ike nke
okwu ahụ, obi ya nwere mwute
karịrị akarị.
16 Ya mere, o mere ka a kpọ-
kọta ụmụ ya ndị nwoke nile
ọnụ, ka ya wee nye ha onye ọbụ-
la [a]ozi ya, na otu na otu, gbasara
ihe nile metụtara ezi-omume.
Ma anyị nwere nkọwasị nke
iwu ya nile, nke o nyere ha dịka
akụkọ-ndekọta nke ya siri dị.

Iwu nile nke Alma nyere nwa
ya nwoke Hilaman.

*Mejupụtara isi 36 na 37.*

## ISI 36

*Alma wee gbaara Hilaman ama
maka mgbanwe ya mgbe ọ hụsịwo-
ro mụọ-ozi — Ọ tara ahụhụ mgbu
nile nke mkpụrụ-obi a mara ikpe; ọ
kpọkuru aha nke Jisus, ma e wee
mụọ ya site na Chineke — Ọñụ-
ụtọ jupụtara mkpụrụ-obi ya — Ọ
hụrụ ìgwè ndị mụọ-ozi na-eto
Chineke — Ọtụtụ ndị gbanwewo-
ro edetuwo ya ire ma hụwo dịka o
detụworo ya ire ma hụwo. Ihe dịka
n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

[a]NWA m nwoke, gee-ntị n'o-
kwu m nile; n'ihi na a na m
añụrụ gị iyi, na ọbụrụra na
ị ga-edebe iwu-nsọ nile nke
Chineke i ga-eme nke ọma
n'ala ahụ.
2 Ọ dị m ka asị na ị ga-eme
dịka m meworo, n'icheta ndọ-
kpụ n'agha nke ndị nna anyị
ha; n'ihi na ha nọọrọ [a]n'ịbụ-oru,
ma ọdịghị onye nwere ike ịna-
pụta ha ma ọbụghị [b]Chineke
nke Abraham, na Chineke nke
Aịsak, na Chineke nke Jekọb; ma
n'ezie ọ napụtara ha na mkpa-
gbu ha nile.
3 Ma ugbua, O nwa m nwoke
Hilaman, lee, ị nọ n'okorọbịa
gị, ma ya mere, a na m arịọ
gị ka i wee nụrụ okwu m nile
ma mụta ihe site n'aka m; n'ihi
na a matara m na ndị nile
ga-etinye ntụkwasị-obi ha na
Chineke a ga-akwado ha n'ime
[a]mnwale ha nile, na nsogbu ha
nile, na mkpagbu ha nile, ma a
[b]ga-ebuli ha elu n'ụbọchị ikpea-
zụ ahụ.
4 Ma ọ gaghị adị m mma ma
asị na i chere na m [a]matara na
onwe m — ọbụghị site na nke

15*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
16*a* NGAN Okwa-ọrụ, Onye-ọrụ.
**36** 1*a* Hil. 5:9–14.
2*a* Mosa. 23:23; 24:17–21.
*b* Ọpụ. 3:6; Alma 29:11.
3*a* Ndi Rom 8:28.
*b* Mosa. 23:21–22.
4*a* 1 Ndị-Kọ 2:11; Alma 5:45–46. NGAN Mmata-ihe.

arụ kama site na nke mụọ, ọbụ-
ghị site n'echiche nke [b]anụ arụ
kama site na Chineke.
5 Ugbua, lee, asị m gị, ọbụrụ
na [a]amụghị m rị site na Chineke
agaraghị m [b]amata ihe ndị a
nile; mana Chineke site n'ọnụ
nke mụọ-ozi ya dị nsọ, emewo
ka m mata ihe nile ndị a,
ọbụghị site [c]n'itozu oke ọbụla
nke onwe m;
6 N'ihi na agagharịrị m mụ
na ụmụ nwoke nke Mosaịa,
na-achọ [a]ibibi nzukọ-nsọ nke
Chineke ahụ; mana lee, Chineke
zitara mụọ-ozi ya dị nsọ ka ọ
kwụsị anyị n'ụzọ.
7 Ma lee, ọ gwara anyị okwu,
dịka ọ bụ olu nke egbe-elu-igwe,
ma ala nile [a]mara jijiji n'okpuru
ụkwụ anyị; ma anyị nile dara
n'ala, n'ihi na [b]egwu nke Onye-
nwe bịakwasịrị anyị.
8 Mana lee, olu ahụ sịrị m:
Bilie. Ma ebiliri m ma guzoro
ọtọ, ma hụ mụọ-ozi ahụ.
9 Ma ọ sịrị m: Ọbụrụ na ị
chọrọ n'onwe gị ka ebibie gị,
achọkwala ọzọ ibibi nzukọ-nsọ
nke Chineke.
10 Ma o wee ruo na adara m
n'ala; ma ọ bụụrụ n'ohere nke
mkpụrụ [a]ụbọchị atọ na mkpụrụ
abalị atọ ka m na-enweghị ike
imeghe ọnụ m, ọbụghị ma m jiri
ụkwu na aka m mee ihe ọbụla.
11 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
ọtụtụ ihe ndị ọzọ, ndị nke
ụmụnne m nwoke nụrụ, mana
anụghị m ha; n'ihi na mgbe m
nụrụ okwu nile ahụ—Ọbụrụ
na i chọrọ n'onwe gị ka ebibie
gị, a chọkwala ọzọ ibibi nzukọ-
nsọ nke Chineke—a kụrụ m
jiri ụdị oke egwu na ịtụ-n'anya
na adịghị ama-ama mgbe ụfọdụ
a ga-ebibi m, na m dara n'ala
ma anụkwaghị m ihe ọzọ.
12 Mana enyere m oke
[a]ntaram-ahụhụ ebighi-ebi, n'ihi
na mkpụrụ-obi m ka e nyelitere
ntaram-ahụhụ nke kachasị elu
ma nye ya ahụhụ site na mme-
hie m nile.
13 E, echetara m mmehie m
nile na ajọọ-omume m nile nke
e jiri maka ya [a]na-ata m ahụhụ
site n'ihe mgbu nile nke ala-
mụọ; e, ahụrụ m na enupụwo
m isi megide Chineke m, ma na
edebeghị m iwu-nsọ ya nile.
14 E, ma egbuwo m rịị ọtụtụ
ụmụ ya, ma-ọbụ n'ụzọ ọzọ
edufuwo m ha duba ha na
mbibi; e, na mkpirisi oke nnu-
kwu ka ajọọ-omume m nile dị-
woro, nke mere na echiche
maka ịbata n'iru Chineke m
tara mkpụrụ-obi m nnukwu
ahụhụ site na nnukwu egwu
n'enweghị nkọwa.
15 O, echere m, na a ga [a]ama m
ikpe nchụpụ ma m ghọọ onye
n'adịghị kwa ọzọ ma mkpụrụ-
obi na arụ, na-agaghị akpọta m
igụzọro n'iru Chineke m, ka e
kpe m ikpe site [b]n'ihe nile m
mere.

4*b* NGAN Nke Anụ Arụ.
5*a* NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
*b* Alma 26:21–22.
*c* NGAN Itozu-oke, Ntozu-oke.
6*a* Mosa. 27:10.
7*a* Mosa. 27:18.
*b* NGAN Egwu, Ịtụ-egwu—Tụọ Chineke egwu.
10*a* Mosa. 27:19–23.
12*a* OznỌd. 19:11–15.
13*a* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
15*a* Mkpu. 6:15–17; Alma 12:14.
*b* Alma 41:3; OznỌd. 1:9–10.

16 Ma ugbua, mkpụrụ ụbọchị atọ na mkpụrụ abalị atọ ka atara m nnukwu ahụhụ, ọbụna jiri mgbu nile nke [a]mkpụrụ-obi a mara ikpe.

17 Ma o wee ruo na mgbe a ka nọrịị na-ata m nnukwu ahụhụ otu a, mgbe e nyere m [a]ahụhụ site na ncheta nke ọtụtụ mmehie m nile, lee, echetakwara m na anụwo m rị ka nna m na-eburu ndị ahụ amụma gbasara ọbịbịa nke otu Jisus Kraịst, otu Ọkpara nke Chineke, ga-achụ aja maka mmehie nile nke ụwa.

18 Ugbua, dịka echiche m jidere uche nke a, etiri m mkpu n’ime obi m: O Jisus, gị Ọkpara nke Chineke, meere m ebere, mu onye nke nọ [a]n’ime ọlụlụ nke ilu, ma agbara m gburugburu site na [b]ụdọ-igwe nile nke ọnwụ nke mgbe nile na-adigide.

19 Ma ugbua, lee, mgbe m chere nke a, echetaghị kwa m mgbu m nile ọzọ; e, enyeghị kwa m [a]ntaram-ahụhụ site na ncheta nke mmehie m nile ọzọ.

20 Ma o, lee [a]ọñụ, ma lee ìhè ịtụ-n’anya m hụrụ; e, mkpụrụ-obi m jupụtara n’ọñụ nke karịrị akarị dịka mgbu m siri karịa.

21 E, asị m gị, nwa m nwoke, na-agaghị enwe ihe ọbụla nke mabigara mma oke na nke na-elu nnukwu ilu dị ka mgbu m nile siri dị. E, ma ọzọ asị m gị, nwa m nwoke, na n’aka nke ọzọ, agaghị enwe ihe ọbụla mabigara mma oke ma dị ụtọ dịka ọñụ m siri dị.

22 E, echere m na m hụrụ, ọbụna dịka nna anyị [a]Lihaị hụrụ, Chineke nọdụrụ n’oche-eze ya, e jiri igwe ndị mụọ-ozi a napụghị ịgụta ọnụ gbaa ya gburugburu, n’ọnọdụ nke ịbụ abụ na ito Chineke ha; e, ma mkpụrụ-obi m chọsịrị ike ino n’ebe ahụ.

23 Mana lee, ụkwụ m na aka m nile natara [a]ike ha ọzọ, ma m guzoro n’ụkwụ m abụọ, ma gosipụta nye ndị ahụ na [b]amụwo m site na Chineke.

24 E, ma site n’oge ahụ ọbụna wee ruo ugbua, arụwo m ọrụ n’esepụghị aka, ka m wee weta mkpụrụ-obi nile na nchegharị; ka m wee weta ha [a]idetu ire site n’ọñụ karịrị akarị nke m detụrụ ire; ka e wee mụọ kwa ha site na Chineke, ma ka [b]emejupụta ha na Mụọ Nsọ.

25 E, ma ugbua lee, O nwa m nwoke, Onye-nwe na-enye m nnukwu ọñụ karịrị akarị n’ime mkpụrụ nke ọrụ m nile.

26 N’ihi na n’ihi [a]okwu ahụ nke o nyeworo m, lee, amụwo ọtụtụ site na Chineke, ma ha edetụwo ire dịka m detụworo, ma ha ahụwo anya na anya dịka m hụworo; ya mere ha matara maka ihe ndị a nile nke m kwuworo maka ha, dịka m matara;

16*a* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
17*a* 2 Ndị-Kọ 7:10.
18*a* NB n’ime oke mwute na nchegharị.
*b* 2 Nif. 9:45; 28:22; Alma 12:11; Moses 7:26.
19*a* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
20*a* NGAN Ọ̀hụ̀.
22*a* 1 Nif. 1:8.
23*a* Moses 1:10.
*b* Alma 5:14. NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
24*a* 1 Nif. 8:12; Mosa. 4:11.
*b* 2 Nif. 32:5; 3 Nif. 9:20. NGAN Mụọ Nsọ.
26*a* Alma 31:5.

ma na mmụta nke m nwere si na Chineke.

27 Ma a kwadowo m n'oge mnwale nile na nsogbu nile n'ụdị ọbụla, e, ma n'ụdị mkpagbu nile dị iche iche; e, Chineke anapụtawo m site n'ụlọ mkpọrọ, na site n'enweghị onwe nile, na site n'ọnwụ; e, ma etinyere m ntụkwasị obi m nile na ya, ma ọ ka [a]ga-anapụta m.

28 Ma a matara m na ọ [a]ga-ebuli m elu n'ụbọchị ikpeazụ, ibinyere ya [b]n'otuto; e, ma a ga m eto ya ruo mgbe nile, n'ihi na ọ [c]kpọpụtawo nna anyị ha site n'Ijipt, ma o lomiwo [d]ndị Ijipt n'ime Oke Osimiri Uhie; ma o duru ha site n'ike ya baa n'ime ala e kwere na nkwa', e, ma ọ napụtawo ha site n'ịbụ-oru na ndọkpụ n'agha site n'oge ruo n'oge.

29 E, ma ọ kpọpụtawo kwa nna anyị ha site n'ala nke Jerusalem; ma o sitewo kwa n'ike mgbe nile na-adigide ya, napụta ha site [a]n'ịbụ-oru na ndọkpụ n'agha, site n'oge ruo n'oge ọbụna gbada ruo n'ụbọchị nke ugbua; ma e dotara m na ncheta oge nile ndọkpụ n'agha ha; e, ma gị kwa kwesịrị idota na ncheta, dịka m meworo, ndọkpụ n'agha ha.

30 Mana lee, nwa m nwoke, nke a abụghị ihe nile; n'ihi na I kwesịrị ịmata dịka m siri mata; na [a]ọbụrụra na unu ga-edebe iwu-nsọ nile nke Chineke, unu ga-eme nke ọma n'ala ahụ; ma Ị kwesịrị ịmata kwa, na ọbụrụra na unu agaghị edebe iwu-nsọ nile nke Chineke a ga-ebepụ unu site n'ebe ọ nọ. Ugbua nke a bụ dịka okwu ya siri dị.

## ISI 37

*Epekele nile nke bras ahụ na akwụkwọ-nsọ ndị ọzọ ka e dokwara iweta mkpụrụ-obi nile na nzọpụta—Ndị Jared ka e bibiri n'ihi ajọọ-omume ha—Iñụ-iyi nzuzo ha nile na ọgbụgba-ndụ nile ka a ga-ewezugariri site n'ebe ndị ahụ nọ—Nata ndụmọdụ n'aka Onyenwe n'ihe nile unu na-eme—Dịka Liahona ahụ siri duo ndị Nifaị, otu ahụ ka okwu nke Kraịst na-edu ndị mmadụ ruo ndụ-ebighi-ebi. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, nwa m nwoke Hilaman, ana m enye gị iwu ka i were [a]akụkọ-ndekọta nile ahụ nke e [b]nyeworo m debe na ntụkwasị-obi;

2 Ma a na m enyekwa gị iwu ka idebe akụkọ-ndekọta nke ndị a, dịka m meworo, n'epekele nile nke Nifaị, ma debe ihe ndị a nile nsọ nke m debeworo, ọbụna dịka m debeworo ha; n'ihi na ọ bụ maka [a]ebum-n'obi amamihe ka e debere ha.

3 Ma [a]epekele bras ndị a, nke ihe nkanye ndị a nile dị n'ime

27*a* Abụọma 34:17.
28*a* 3 Nif. 15:1.
*b* NGAN Otuto.
*c* Ọpụ. 12:51.
*d* Ọpụ. 14:26–27.
29*a* Mosa. 24:17; 27:16; Alma 5:5–6.
30*a* 2 Nif. 1:9–11; Alma 50:19–22.
**37** 1*a* Alma 45:2–8.
*b* Mosa. 28:20.
2*a* Inọs 1:13–18; OkwMọm. 1:6–11; Alma 37:9–12.
3*a* 1 Nif. 5:10–19. NGAN Epekele Ọla Bras nile.

ha, nke nwere akụkọ-ndekọta
nile nke akwụkwọ-nsọ nile ahụ
n'elu ha, nke nwere akụkọ-
agbụrụ nke ndị nna-nna anyị
ha, ọbụna site na mmalite—
4 Lee, ebuwo ya rị n'amụma
site na ndị nna anyị ha, na a
ga-edebe ha ma nyeda ha site
n'otu ọgbọ ruo n'ọzọ, ma ka
edebe ma chekwaa ha site
n'aka nke Onye-nwe wee ruo
mgbe ha ga-agagharị ruo mba,
ebo, asụsụ, na mmadụ nile, ka
ha wee mata maka [a]ihe omimi
nile dị n'ime ha.
5 Ma ugbua lee, ọbụrụ na ede-
be ha, ha ga-edeberịrị igbuke-
egbuke ha; e, ma ha ga-edebe
igbuke egbuke ha; e, na kwa otu
a ka ọ ga-adị epekele nile nke
ihe ndị ahụ e dere ede dị nsọ
dị n'ime ha.
6 Ugbua Ị nwere ike iche na
nke a bụ [a]nzuzu n'ime m; mana
lee asị m gị, na site n'ihe ndị
dị [b]ntakịrị na ndị dị mfe ka a
na-esi ewepụta nnukwu ihe
nile; ma ụzọ-nta nile n'ọtụtụ ihe
ịma-atụ na-agbagwọjụ ndị ama-
mihe anya.
7 Ma Onye-nwe Chineke na-
aru ọrụ; site n'iji [a]ihe ndị ọzọ
dịka ngwa-ọrụ iweruta nnu-
kwu na ebum n'obi ebighi-ebi
ya nile; ma site n'iji [b]ihe ndị dị
ntakịrị Onye-nwe na-agbagwọ-
jụ ndị amamihe anya ma na-
eweta nzọpụta nke ọtụtụ
mkpụrụ-obi.
8 Ma ugbua, ọbụrụworị ama-
mihe n'ime Chineke na ihe ndị
a nile a ga-edokwa ha; n'ihi na
lee, ha emewo ka [a]uche ndị a
buo ibu, e, ma mee ka ha kwe-
nye n'ọtụtụ mmehie nke ụzọ ha
nile; ma weta ha n'ọmụma nke
Chineke ha ruo na nzọpụta nke
mkpụrụ-obi ha nile.
9 E, asị m gị, [a]asị na ọbụghị
maka ihe ndị a nile nke dị n'ime
akụkọ-ndekọta ndị a, nke dị
n'elu epekele ndị a, Amọn na
ụmụnne ya nwoke agaraghị
enwe ike ime ka ọtụtụ puku ndị
Leman [b]kwenye maka omenala
na-adịghị mma nke ndị nna ha
nile; e, akụkọ ndekọta nile ndị
a na [c]okwu ha nile wetara ha
ruo na ncheghari; nke ahụ bụ,
ha wetara ha ruo n'ọmụma nke
Onye-nwe Chineke ha, na ịñụrị
ọñụ n'ime Jisus Kraịst Onye-
mgbapụta ha.
10 Ma onye matara ma ha
ga-abụ ụzọ a ga-esi weta ọtụtụ
puku n'ime ha, e, na kwa ọtụtụ
puku nke ụmụnne anyị nwoke
ndị Nifaị, ndị na-akpọ-ekwe-
nkụ, ndị no ugbua na-emesi obi
ha ike n'ime mmehie na ajọọ-
omume nile, na mmata nke
Onye-mgbapụta ha?
11 Ugbua ihe omimi nile ndịa
e mebeghị ka m mata ha n'uju;
ya mere aga m enwe ndidi.
12 Ma o nwere ike izu ma ọbụ-
rụ na m sịrị nanị na edokwara ha
maka ebum-n'obi amamihe, bụ
ebum-n'obi nke Chineke matara;
n'ihi na ọ na-enye [a]ndụmọdụ

4*a* NGAN Ihe Omimi nile nke Chineke.
6*a* 1 Ndị-Kọ 2:14.
*b* 1 Nif. 16:28–29; OznỌd. 64:33; 123:15–17.
7*a* Aisa. 55:8–9.
*b* 2 Ndez. 5:1–14.
8*a* 2 Tim. 3:15–17; Mosa. 1:3–5.
9*a* Mosa. 1:5.
*b* Alma 18:36; 22:12.
*c* NGAN Ozi-ọma.
12*a* 2 Nif. 9:28; Jekọb 4:10.

na amamihe n'ebe ọrụ ya nile dị, ma ụzọ ya nile guzoro kwem, ma ịga njem ya bụ [b]otu gburugburu ebighi-ebi.

13 O cheta, cheta, nwa m nwoke Hilaman, otu [a]isi-ike iwu-nsọ nile nke Chineke dị. Ma ọ sịrị: [b]Ọbụrụ na ị ga-edebe iwu-nsọ m nile ị [c]ga-eme nke ọma n'ala ahụ—mana ọbụrụ na ị debeghị iwu-nsọ ya nile a ga-ebepụ gị site n'ebe ọ nọ.

14 Ma ugbua cheta, nwa m nwoke, na Chineke enyewo gị na [a]ntụkwasị-obi ihe ndị a nile, nke [b]dị nsọ, nke o debeworo nsọ, na kwa nke ọ ga-edebe ma chekwaa maka [c]ebum-n'obi amamihe dị n'ime ya, ka o wee gosipụta ike ya nye ọgbọ ndị nke ga-abịa n'iru.

15 Ma ugbua lee, ana m agwa gị site na mụọ nke ibu-amụma, na ọbụrụ na ị jehie iwu-nsọ nile nke Chineke, lee, ihe ndị a nke dị nsọ ka a ga-anapụ gị ha site n'ike nke Chineke, ma a ga-enyefe gị n'aka Setan, ka o wee yọchaa gị dịka afụrụ n'iru ikụkụ ahụ.

16 Mana ọbụrụ na ị debe iwu-nsọ nile nke Chineke, ma jiri ihe ndị a nke dị nsọ mee dịka ihe ahụ nke Onye-nwe na-enye gị n'iwu, (n'ihi na ị ga-akpọkurịrị Onye-nwe maka ihe nile ọbụla ị ga-eji ha mee) lee, ọdịghị ike ọbụla nke dị n'ụwa maọbụ ala mụọ nwere ike [a]ịnapụ gị ha, n'ihi na Chineke dị ike n'imezu okwu ya nile.

17 N'ihi na ọ ga-emezu nkwa ya nile nke ọ ga-ekwe gị, n'ihi na o mezuwo nkwa nile nke o kwere ndị nna anyị ha.

18 N'ihi na ọ kwere ha nkwa na ya [a]ga-echekwa ihe ndị a maka ebum-n'obi amamihe dị n'ime ya, ka ọ wee gosipụta ike ya nye ọgbọ nile na-abịa n'iru.

19 Ma ugbua lee, otu ebum-n'obi ka o mezuworo, ọbụna ruo na mweghachi nke [a]ọtụtụ puku nke ndị Leman n'ọmụma nke ezi-okwu ahụ; ma o gosipụtawo ike ya n'ime ha, ma ọ ga kwa na-egosipụta ike ya n'ime ha nye [b]ọgbọ nile na-abịa n'iru; ya mere a ga-echekwa ha.

20 Ya mere a na m enye gị iwu, nwa m nwoke Hilaman, ka ị nwe mgbalị n'imezu okwu m nile, na ka ị nwe mgbalị n'idebe iwu-nsọ nile nke Chineke dịka e siri dee ha.

21 Ma ugbua, aga m agwa gị okwu gbasara [a]epekele iri abụọ na anọ ndị ahụ, ka ị debe ha, ka ihe omimi nile ahụ na ọrụ nile nke ọchịchịrị, na [b]ọrụ nzuzo ha nile, ma-ọbụ ọrụ nzuzo nile nke ndị ahụ nke e bibiworo, ka a ga-eme ka ha pụta ìhè nye ndị a; e, igbu-mmadụ ha nile, na izu-ori nile, na ịpụnara ihe ha nile, na ajọọ-omume ha nile na ihe arụ nile, a ga-eme ka ha

12*b* 1 Nif. 10:19; Alma 7:20.
13*a* 2 Nif. 9:41.
*b* Alma 9:13; 3 Nif. 5:22.
*c* Mosa. 1:7; Alma 50:20.
14*a* OznỌd. 3:5.
*b* NGAN Nsọ.
*c* 1 Nif. 9:3–6.
16*a* A—JS 1:59.
18*a* OznỌd. 5:9.
19*a* Alma 23:5.
*b* Inọs 1:13; Mọm 7:8–10.
21*a* Ita 1:1–5.
*b* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.

pụta ìhè nye ndị a; e, ka i
chekwaa [c]ihe ntụgharị-okwu
nile ndị a.
22 N'ihi na lee, Onye-nwe hụrụ
na ndị ya malitere ịrụ ọrụ n'ọ-
chịchịrị, e, ime igbu-mmadụ
nzụzọ nile, na ihe arụ nile; ya
mere Onye-nwe sịrị, ọbụrụ na
ha echegharịghị a ga-ebibipụ
ha site n'elu iru nke ụwa.
23 Ma Onye-nwe sịrị: Aga m
akwadoro nwa-oru m Gazelem,
otu [a]okwute, nke ga-egbukepụ-
ta n'ọchịchịrị baa n'ihe, nke ga-
eme ka m chọpụta nye ndị m ndị
na-ejere m ozi, ka m wee chọpụ-
ta nye ha ọrụ nile nke ụmụnne
ha nwoke, e, ọrụ nzuzo ha nile,
ọrụ nke ọchịchịrị ha nile, na
ajọọ-omume ha na ihe arụ nile.
24 Ma ugbua, nwa m nwoke,
ihe ntụgharị-okwu nile ndị a
ka a kwadoro ka enwe ike me-
jupụta okwu nke Chineke, nke
o kwuru, na-asị:
25 A ga m [a]ewepụta site n'ọ-
chịchịrị baa n'ìhè ọrụ nzuzo ha
nile na ihe arụ ha nile; ma ma-
ọbụghị na ha chegharịrị aga m
[b]ebibi ha site n'elu iru nke ụwa
ahụ; ma aga m eweta n'ìhè ihe
nzuzo ha nile na ihe arụ nile,
nye mba nile nke ga-enwere ala
ahụ site ugbua gaa n'iru.
26 Ma ugbua, nwa m nwoke,
anyị hụrụ na ha echegharịghị;
ya mere ebibiwo ha, ma rute otu
a e mezuwo okwu Chineke; e,
ihe arụ nzuzo ha nile ewepụta-
wo ha site n'ọchịchịrị ma mee ka
anyị mata ha.
27 Ma ugbua, nwa m nwoke,
ana m enye gị iwu ka ị dota
ịñụ-iyi ha nile, na ọgbụgba-ndụ
ha nile, na nkwekọrịta ha nile
n'ime ihe arụ nzụzọ ha nile; e,
na [a]ihe iriba-ama ha nile na ọrụ-
ebube ha nile ị ga ezonarị ha ndị
a, ka ha ghara ịmata ha, ka ọ
ghara ịbụ adịghị ama ama ha ga
adaba kwa n'ime ọchịchịrị ma
ebibie ha.
28 N'ihi na lee, enwere
[a]ọbụbụ-ọnụ n'ala nke a nile, na
mbibi ga-abịakwasị ndị nile
ahụ na-arụ ọrụ nke ọchịchịrị,
dịka ike nke Chineke siri dị,
mgbe ha chazuworo; ya mere
achọrọ m ka aghara ibibi ndị a.
29 Ya mere i ga-edebe atụmatụ
nzuzo nile ndị a maka [a]ịñụ-iyi
ha nile na ọgbụgba-ndụ ha nile
site na mmata ndị a, ma nanị
ajọọ-omume ha na igbu-mmadụ
ha nile na ihe arụ ha nile ka ị
ga-eme ka ha mata; ma ị ga-akụ-
ziri ha [b]ị kpọ ụdị ajọọ-omume
ndị a na ihe arụ nile na igbu-
mmadụ nile nnukwu asị; ma ị
ga-akụzịkwara ha na ebibiri ndị
a n'ihi ajọọ-omume ha na ihe
arụ nile na igbu-mmadụ ha nile.
30 N'ihi na lee, ha gburu ndị-
amụma nile nke Onye-nwe
ndị bịara n'etiti ha ikwusara
ha okwu gbasara ajọọ-omume
ha nile; ma ọbara nke ndị ahụ
ha gburu bekuru Onye-nwe
Chineke ha akwa maka ịbọ ọbọ
n'arụ ndị ahụ bụ ndị gburu ha;
ma otu a ikpe nile nke Chineke
bịakwasịrị ndị ọrụ nke ọchịchị-
rị a na ihe ntụgwa nzụzọ nile.
31 E, ma ọbụbụ-ọnụ dịrị ala

21*c* NGAN Urim na Tumim.
23*a* Mosa. 8:13.
25*a* OznỌd. 88:108–110.
*b* Mosa. 21:26.
27*a* Hil. 6:22.
28*a* Alma 45:16; Ita 2:7–12.
29*a* Hil. 6:25.
*b* Alma 13:12.

ahụ ruo mgbe nile na mgbe nile
nye ndị ọrụ ọchịchịrị ahụ nile
na ihe ntụgwa nzụzọ nile, ọbụ-
na ruo mbibi, ma ọbụghị na ha
chegharịrị tutu ha achazuo.
32 Ma ugbua, nwa m nwoke,
cheta okwu nile nke m gwawo-
ro gị; atụkwasịla atụmatụ-nzụ-
zọ nile ndị ahụ obi nye ndị a,
kama kuziere ha [a]ịkpọ-asị mgbe
nile na-adigide megide mmehie
na ajọọ-omume.
33 [a]Kwusaara ha ncheghari̩,
na okwukwe n'Onye-nwe Jisus
Kraịst; kuziere ha ịdị umeala na
[b]ịdị nwayọ na iwedata obi ala;
kuziere ha iguzogide [c]ọnwụnwa
nile nke ekwensu, site n'okwu-
kwe ha n'Onye-nwe Jisus Kraịst.
34 Kuziere ha ka ike ghara
ịgwụ ha n'ịrụ ezi ọrụ nile, kama
ka ha dị nwayọ na wedata obi
ala; n'ihi na ụdị ndị dị otu a
ga-achọta [a]ezumike nye mkpụ-
rụ-obi ha nile.
35 O, cheta, nwa m nwoke, ma
mụta [a]amamihe n'oge okorọbịa
gị; e, mụta n'okorọbịa gị idebe
iwu-nsọ nile nke Chineke.
36 E, ma [a]tikuo Chineke maka
nkwado gị nile; e, ka ime ihe gị
nile bụrụ imere Onye-nwe, ma
ebe ọbụla ị na-aga ka ọ bụrụ
n'ime Onye-nwe; e, ka echiche
gị nile bụrụ ndị e duziri nye
Onye-nwe; e, ka a tụkwasị ịhụ
n'anya nile nke obi gị n'Onye-
nwe ruo mgbe nile.
37 Nata [a]ndụmọdụ n'aka
Onye-nwe n'ihe nile ị na-eme,
ma ọ ga-eduzi gị na mma; e,
mgbe ị ga-edina ala n'abalị dịna-
ra ala nye Onye-nwe, ka o wee
chekwaa gị n'ime ụra gị; ma
mgbe ị ga-ebili n'ụtụtụ ka obi
gị jupụta [b]n'ekele nile nye
Chineke; ma ọbụrụ na i mee
ihe ndị a, a ga-ekulita gị elu
n'ụbọchị-ikpe-azụ ahụ.
38 Ma ugbua, nwa m nwoke,
enwere m ihe ole na ole ikwu
gbasara ihe nke nna anyị ha
kpọrọ bọlụ, ma-ọbụ ihe-izi-
ụzọ — ma-ọbụ nna anyị ha kpọ-
rọ ya [a]Liahona, nke bu ma-asụ-
gharịa ya, ihe-ntụzi-aka; ma
Onye-nwe doziri ya.
39 Ma lee, enweghị onye nwe-
re ike ịrụta ụdị aka-ọrụ nke siri
otu a dị na-agụ agụụ mmata. Ma
lee, e doziri ya igosi nna anyị
ha ụzọ nke ha ga-esi gaa njem
n'ime ọzara ahụ.
40 Ma ọ rụụrụ ha ọrụ dịka
[a]okwukwe ha n'ime Chineke
siri dị; ya mere, ọbụrụ na ha
nwere okwukwe ikwere na
Chineke nwere ike ime ka osisi-
ikụkụ-ogho ndị ahụ ga-atụ aka
ụzọ ha ga-aga, lee, e mere ya;
ya mere ha nwere ọrụ-ebube
nke a, na kwa ọtụtụ ọrụ-ebube
ndị ọzọ e mere site n'ike nke
Chineke, kwa ụbọchị.
41 Otu o sila dị, n'ihi na ọrụ-
ebube ndị ahụ a rụrụ ha site
[a]n'ụzọ nile dị nta o gosịrị ha
ọrụ-ịtụ n'anya nile. Ha dịịrị

32*a* 2 Nif. 4:31.
33*a* ngan Kwusaa.
*b* ngan Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ.
*c* ngan Nwaa, Ọnwụnwa.
34*a* Abụọma 37:4–7; Mat. 11:28–30.
35*a* ngan Amamihe.
36*a* ngan Ekpere.
37*a* Jekọb 4:10; OznỌd. 3:4.
*b* OznỌd. 46:32.
38*a* 1 Nif. 16:10; 18:12; OznỌd. 17:1.
40*a* 1 Nif. 16:28.
41*a* Alma 37:6–7.

ume-ngwụ, ma chefuo ijiri
okwukwe ha na mgbalị ha rụọ
ọrụ ma mgbe ahụ ọrụ-ịtụ n'anya
nile ahụ kwusịrị, ma ha agaghị
n'iru na njem ha;
42 Ya mere, ha nọgidere n'ime
ọzara ahụ, ma-ọbụ ha agaghị
njem n'ụzọ guzoro kwem, ma
nwee mmekpa-arụ site n'agụụ
na akpịrị-ịkpọ-nkụ, n'ihi njehie
ha nile.
43 Ma ugbua, nwa m nwoke, ọ
dị m ka asị na ị ga-aghọta na ihe
ndị a adịghị na-enweghị onyi-
nyo; n'ihi na dịka nna anyị ha
nwere ume-ngwụ ịña-ntị n'ihe
izi-ụzọ a (ugbua ihe ndị a bụ nke
ụwa) ha emeghị nke-ọma; ọbụ-
na otu a ka ọ dị n'ihe nile nke bụ
nke mụọ.
44 N'ihi na lee, ọ dị ezigbo mfe
ịña ntị [a]n'okwu nke Kraịst, nke
ga arụtụrụ gị aka ụzọ gụzọro
kwem ruo añụrị ebighi-ebi,
dịka ọ dịrị nna anyị ha ịña
ntị nye ihe-izi-ụzọ-ahụ, nke
ga-atụziri ha aka ụzọ guzoro
kwem ruo ala e kwere na nkwa.
45 Ma ugbua asị m, ọdịghị ihe
yiri ihe dị n'ihe nke a? N'ihi
dịka n'ezi-okwu ọ bụ ihe nduzi
a kpọtara nna anyị ha, site n'iso
ụzọ ya, ruo n'ala e kwere na
nkwa, na okwu nile nke Kraịst,
ọbụrụ na anyị soro ụzọ ha, ga
ebu anyị gafee ndagwụrụgwụ-
mwute nke a baa n'ime ala e
kwere na nkwa dị mma karịa.
46 O nwa m nwoke, ekwela ka
anyị dị [a]ume-ngwụ n'ihi ịdị mfe
nke [b]ụzọ ahụ; n'ihi na otu ahụ
ka ọ dịịrị ndị nna anyị ha; n'ihi
na otu ahụ ka akwadoro ya nye
ha na ọbụru na ha ga-ele anya
ha ga-adị [c]ndu; ọbụna otu ahụ
ka ọ dị nye anyị. Ụzọ ahụ a
kwadoro ya, ma ọbụrụ na anyị
ga-ele anya, anyị ga-adị ndụ
ruo mgbe nile.
47 Ma ugbua, nwa m nwoke,
hụ na i lekọtara ihe nile ndị a dị
nsọ, e, hụ na ị lekwasịrị Chineke
anya ma dị ndụ. Gakwuru ndị
a ma kwupụta okwu ahụ, ma
nwee anya udo. Nwa m nwoke,
nọdụ nke ọma.

---

Iwu nile nke Alma nyere nwa ya nwoke Shịblọn.

*Mejupụtara isi 38.*

---

## ISI 38

*E sogburu Shịblọn n'ihi ezi-omume—Nzọpụta dị n'ime Kraịst, onye bụ ndụ na ìhè nke ụwa—Jikọlata onwe gị n'ihe nile metụtasịrị gị ike. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

Nwa m nwoke, nye ntị n'okwu
m nile, n'ihi na asị m gị, ọbụna
dịka m gwara Hilaman, na ọbụ-
rụraa na unu ga-edebe iwu-nsọ
nile nke Chineke unu ga-eme
nke-ọma n'ala ahụ; ma ọbụrụraa
na unu agaghị edebe iwu-nsọ
nile nke Chineke a ga-ebepụ
unu site n'ebe ọ nọ.
2 Ma ugbua, nwa m nwoke,
atụkwasịrị m obi na a ga m

44*a* Abụọma 119:105; 1 Nif. 11:25; Hil. 3:29–30.
46*a* 1 Nif. 17:40–41.
*b* Jọn 14:5–6; 2 Nif. 9:41; 31:17–21; OznỌd. 132:22, 25.
*c* Jọn 11:25; Hil. 8:15; 3 Nif. 15:9.

enwe nnukwu ọñụ n'ime gị,
n'ihi ịkwusi-ike gị na inwe
okwukwe gị na Chineke, n'ihi
na dịka ị maliteworo n'okorọbịa
gị ịchọ Onye-nwe Chineke gị,
ọbụna otu a enwere m olile-
anya na ị [a]ga-aga n'iru n'idebe
iwu-nsọ ya nile; n'ihi na ngọzi
na-adịrị ya bụ onye [b]na-anagi-
de ruo ọgwụgwụ.
3 Asị m gị, nwa m nwoke, na
enwewo m rịị nnukwu ọñụ
n'ime gị, n'ihi inwe okwukwe
gị na mgbalị gị, na ndidi gị na
ogologo-ntachi-obi gị n'etiti ndị
nke [a]ndị Zorọm nile.
4 N'ihi na a matara m na ịnọrịi
n'enweghị onwe nile; e, ma
amatakwara m na a tụrụ gị
okwute n'ihi okwu ahụ; ma ị na-
gidere ihe ndị a nile na [a]ndidi
n'ihi na Onye-nwe [b]nọnyeere gị;
ma ugbua ị matara na Onye-
nwe napụtara gị.
5 Ma ugbua nwa m nwoke,
Shịblọn, ọ dị m ka asị na ị
ga-echeta, na otu ọbụla i ga-esi
tinye [a]ntụkwasị-obi gị na
Chineke ọbụna otu ahụ ka a
[b]ga-anapụta gị site na mnwale
gị nile, na [c]nsogbu gị nile, na
mkpagbu gị nile, ma a ga-eku-
lite gị elu n'ụbọchị ikpe-azụ
ahụ.
6 Ugbua, nwa m nwoke, achọ-
ghị m ka ị chee na m matara ihe
ndị a nile n'onwe m, kama ọ
bụ Mụọ nke Chineke nke dị
n'ime m nke na-eme ka m mata
ihe ndị a; n'ihi na ọbụrụ na
[a]amụbeghị m site na Chineke
agaraghị m amata ihe ndị a
nile.
7 Mana lee, Onye-nwe na nnu-
kwu ebere ya zitara [a]mụọ-ozi
ya ikwupụtara m na m ga-
akwụsịrịrị ọrụ nke [b]mbibi ahụ
n'etiti ndị ya; e, ma ahụwo m
mụọ-ozi iru na iru, ma mụ na
ya kwurịtara okwu, ma olu ya
dị ka egbe-elu-igwe, ma ọ mara
ala nile jijiji.
8 Ma o wee ruo na anọrọ m
mkpụrụ ụbọchị atọ na mkpụrụ
abalị atọ n'ime ihe mgbu ka-
chasị ilu na nnukwu mgbu nke
mkpụrụ-obi; ma ọdịghị mgbe,
wee ruo mgbe m tịpụtara mkpu
nye Onye-nwe Jisus Kraịst maka
ebere, ka m natara [a]nsachapụ
nke mmehie m nile. Mana lee,
etikuru m ya ma achọtara m udo
nye mkpụrụ-obi m.
9 Ma ugbua, nwa m nwoke,
agwawo m gị nke a ka i wee
mụta amamihe, ka i wee mụta
site n'aka m na [a]ọdịghị ụzọ ọzọ
ma-ọbụ otu ọzọ site na nke
mmadụ ga-esi nwee nzọpụta,
nanị n'ime na site na Kraịst.
Lee, ọ bụ ndụ na [b]ìhè nke ụwa.
Lee, ọ bụ okwu nke ezi-okwu
ahụ na ezi-omume.
10 Ma ugbua, otu imaliteworo
ikuzi okwu ahụ ọbụna otu
ahụ aga m achọ ka ị gaa n'iru

**38** 2*a* Alma 63:1–2.
*b* 2 Nif. 31:15–20; 3 Nif. 15:9; 27:6, 16–17.
3*a* Alma 31:7.
4*a* NGAN Ndidi.
*b* Ndi Rom 8:35–39.
5*a* Alma 36:27. NGAN Ntụkwasị-obi.
*b* Mat. 11:28–30.
*c* OznỌd. 3:8; 121:7–8.
6*a* Alma 36:26; OznỌd. 5:16. NGAN Amụrụ Ọzọ, Amụrụ site na Chineke.
7*a* Mosa. 27:11–17.
*b* Alma 26:17–18; 36:6–11.
8*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
9*a* Hil. 5:9.
*b* Mosa. 16:9.

na-akụzi; ma achọrọ m ka i
nwee mgbalị na imeru-ihe-n'oke
n'ihe nile.
11 Hụ na i bulighị onwe gị
elu nye mpako; e, hụ na Ị naghị
[a]etu-ọnụ n'ime amamihe nke
onwe gị, ma-ọbụ maka nnu-
kwu ume gị.
12 Jiri atụghị-egwu, kama ọbụ-
ghị ịwa anya; ma hụ kwa na ị
jikọlatara onwe gị n'ihe nile me-
tụtasịrị gị ike, ka i wee jupụta
n'ịhụnanya; hụ na i wezugara
onwe gị n'ịnọ nkịtị.
13 Ekpekwala ekpere dịka ndị
nke Zorọm nile na-eme, n'ihi
na ị hụwo na ha na-ekpe ekpere
ka ndị mmadụ nụ olu ha, na ka
etoo ha n'ihi amamihe ha.
14 Asịkwala: O Chineke, a
na m ekele gị na anyị dị [a]mma
karịa ụmụnne anyị nwoke; ka-
ma na-asị: O Onye-nwe, gba-
ghara [b]ezughị-oke m, ma cheta
ụmụnne m nwoke n'ebere—e,
nakwere ezughị-oke gị n'ezi-
okwu n'iru Chineke oge nile.
15 Ma ka Onye-nwe gọzie
mkpụrụ-obi gị, ma nabata gị
n'ụbọchị ikpe-azụ n'ime ala-eze
ya, ịnọdụ ala n'udo. Ugbua
gaa, nwa m nwoke, ma kuziere
ndị a okwu ahụ. Nwee anya-
udo. Nwa m nwoke, nọdụ
nke ọma.

---

Iwu nile nke Alma nye nwa ya
nwoke Koriantọn.

*Mejupụtara isi 39 ruo isi 42 e
tinyekotara.*

## ISI 39

*Mmehie mmekọrịta nwoke na nwanyị bụ ihe arụ—Mmehie nile nke Koriantọn gbochiri ndị Zorọm site n'ịnata okwu ahụ—Mgbapụta nke Kraịst na-egosipụta mmetụta n'izọpụta ndị okwukwe ndị biri tutu emee ya. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, nwa m nwoke,
enwere m ihe ole na ole ọzọ
ịgwa gị karịa ihe m gwara
nwanne gị nwoke; n'ihi na lee,
ị hụbeghị iguzosike nke nwan-
ne gị nwoke, inwe okwukwe
ya, na mgbalị ya n'idebe iwu-
nsọ nile nke Chineke? Lee, o go-
sibeghị ihe nlere-anya dị mma
nye gị?
2 N'ihi na ị ñaghị ntị ruru
otu a nye okwu m nile dịka
nwanne gị nwoke, n'etiti [a]ndị
nke Zorọm. Ugbua nke a bụ
ihe m nwere megide gị; ị gara
n'iru n'itu-ọnụ n'ike gị na ama-
mihe gị.
3 Ma nke a abụghị ihe nile, nwa
m nwoke. I mere ihe ahụ nke
nyere m nnukwu nsogbu n'ihi
na ị hapụrụ ije-ozi ahụ, ma
gafee n'ime ala ahụ nke Saịrọn
n'etiti oke-ala nile nke ndị
Leman, n'iso [a]onye-akwụna-
kwụna Aịsabel.
4 E, o [a]zupụrụ obi nile nke
ọtụtụ; mana nke a abụghị ịgba-
narị-ụta nye gị, nwa m nwoke. I
kwesịrị ilekọtawọrịị ije-ozi ahụ
bụ nke aranyere gị n'aka.

---

11*a* NGAN Mpako.
14*a* Alma 31:16.
*b* Luk 18:10–14.
**39** 2*a* Alma 38:3.
3*a* NGAN Inwe Mmetụta, nke Mmetụta.
4*a* Ilu 7:6–27.

5 Ị mataghị, nwa m nwoke, na [a]ihe ndị a bụ ihe arụ n'anya nke Onye-nwe; e; kachasị bụrụ ihe arụ karịa mmehie nile ma ọbụghị ịkwafu ọbara nke ndị n'enweghị ụta ma-ọbụ ịgọnarị Mụọ Nsọ?
6 N'ihi na lee, ọbụrụ na i [a]gọnarị Mụọ Nsọ mgbe o nweworọrịị mgbe o nwere ọnọdụ n'ime gị, ma ị matara na ị naagọnarị ya, lee, nke a bụ mmehie nke [b]na-enweghị mgbaghara; e, ma onye ọbụla nke gburu mmadụ megide ìhè na ọmụma nke Chineke, ọdịghịrị ya mfe inweta [c]mgbaghara; e, asị m gị, nwa m nwoke, na ọdịghịrị ya mfe inweta mgbaghara.
7 Ma ugbua, nwa m nwoke, Ọ dị m ka n'ihi Chineke na ị nwebeghị [a]amam-ikpe nke mmebi iwu ukwu dị otu a. Agaraghị m anọgide n'elu mmebi iwu gị nile, inye mkpụrụ-obi gị ntara m ahụhụ, ma o bụrụ na ọ bụghị maka ọ dị-mma gị.
8 Mana lee, ị nweghị ike izobe mmebi-iwu gị nile site n'ebe Chineke nọ; ma ma-ọbụghị na ichegharịrị, ha ga eguzo dịka ihe ịgba-ama megide gị n'ụbọchị ikpe-azụ ahụ.
9 Ugbua nwa m nwoke, Ọ dị ka asị na ị ga-echegharị ma hapụ mmehie gị nile, ma kwụsị ịgaso [a]ọchịchọ nile nke anụ-arụ nke anya gị abụọ, kama [b]wezuga onwe gị n'ime ihe ndị a nile; n'ihi na ma ọbụghị na ị mere nke a ị nweghị ike iketa ala-eze nke Chineke ahụ ma ọlị. O, cheta, ma bukwasị ya onwe gị, ma wezuga onwe gị n'ime ihe ndị a nile.
10 Ma a na m enye gị iwu ka ibukwasị ya onwe gị inwe ndụmọdụ gị na ụmụnne gị nwoke tọrọ gị n'ihe nile ị na-eme; n'ihi na lee, i nọ n'okorọbịa gị, ma ị nwere mkpa inweta ọzụzụ site n'aka ụmụnne gị nwoke. Ma na-aña ntị na ndụmọdụ ha.
11 Ekwela onwe gị ka edufuo gị site n'ihe efu ọbụla ma-ọbụ ihe nzuzu; ekwela ka ekwensu dufuo obi gị ọzọ iso ndị ajọọomume akwụnakwụna nile ahụ. Lee, O nwa m nwoke, nnukwu ajọọ-omume i wetakwasịrị [a]ndị Zorọm, n'ihi na mgbe ha hụrụ [b]omume gị ha enwekwaghị ike ikwere n'okwu m nile.
12 Ma ugbua Mụọ nke Onyenwe na-asị m: nye ụmụ gị [a]iwu ime ihe ọma, ma ọdịghị otu a adịghị ama ama ha edufuo obi nile nke ọtụtụ mmadụ ruo mbibi; ya mere a na m enye gị iwu, nwa m nwoke, n'egwu nke Chineke, ka ị wezuga onwe gị site n'ajọọ-omume gị nile;
13 Ka ị tụgharikwute Onyenwe jiri echiche, ike, na ume gị nile; ka i ghara kwa idufu obi nile nke ndị ọbụla ime ajọọ ihe;

5*a* NGAN Adịghị-ọcha Mmekọrịta.
6*a* OznỌd. 76:35–36.
*b* NGAN Mmehie Na-enweghị Mgbaghara.
*c* OznỌd. 64:10. NGAN Gbaghara.
7*a* NGAN Ikpe Ọmụma nke Mụọ.
9*a* NGAN Nke Anụ Arụ.
*b* 3 Nif. 12:30.
11*a* Alma 35:2–14.
*b* Ndi Rom 2:21–23; 14:13; Alma 4:11.
12*a* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke; Kụzie, Onye Nkụzi.

ma kama laghachịkwuru ha, ma [a]nakwere iri mpe nile gị na ihe ọjọọ ahụ nke i meworo.
14 [a]Achọsokwala akụ na ụba nile ma-ọbụ ihe efu nile nke ụwa nke a; n'ihi na lee, i gaghị eburu ha nye onwe gị.
15 Ma ugbua, nwa m nwoke, aga m agwa gị ihe ole na ole gbasara ọbịbịa nke Kraịst. Lee, asị m gị, na ọ bụ ya bụ onye ga-abịa n'ezie ibupu mmehie nile nke ụwa; e, ọ na-abịa ikwupụta ozi-ọma nile maka nzọpụta nye ndị ya.
16 Ma ugbua, nwa m nwoke, nke a bụ ije-ozi ahụ nke akpọrọ gị, ikwupụta ozi ọma nile nye ndị a, ịkwado echiche ha nile; ma-ọbụ kama ka nzọpụta wee bịakwute ha, ka ha wee kwado echiche nile nke [a]ụmụ ha ịnụ okwu ahụ n'oge ọbịbịa ya.
17 Ma ugbua aga m eme ka inweretụ onwe gị n'echiche n'okwu a. Lee, ọ na-atụ gị n'anya ihe mere aga-eji mata ihe ndị a ogologo oge ruru otu a tutu o ruo. Lee, asị m gị, mkpụrụ-obi n'oge a o dịghị Chineke mkpa dịka mkpụrụ-obi ga-adị n'oge nke ọbịbịa ya?
18 Ọdịghị mkpa na atụmatụ nke mgbapụta ahụ a ga-eme ka ndị a mata ya na kwa nye ụmụ ha?
19 Ọdịghị mfe otu aka ahụ n'oge nke a nye Onye-nwe iziga mụọ-ozi ya ikwupụta ozi-ọma nile ndị a nye anyị dịka nye ụmụ anyị, ma-ọbụ dịka mgbe oge ọbịbịa ya gasịworo?

## ISI 40

*Kraịst na-eweta na mmezu mbilite n'ọnwụ nke ndị mmadụ nile—Ndị ezi-omume nwụrụ anwụ ga-aga na paradaịs ma ndị ajọọ-omume n'ọchịchịrị nke ezi ichere ụbọchị nke mbilite-n'ọnwụ ha—A ga-eweghachi ihe nile na ụdị zịrị ezi na ụdị zuru-oke na Mbilite n'Ọnwụ ahụ. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

Ugbua nwa m nwoke, nke a bụ ihe ole na ole ọzọ m ga-achọ ịgwa gị; n'ihi na ahụrụ m na echiche gị nọ na-esogbu gbasara mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ-anwụ.
2 Lee, asị m gị, na enweghị mbilite n'ọnwụ di—ma-ọbụ, aga m asị, n'okwu ọzọ, na [a]arụ a na-anwụ anwụ anaghị [b]eyịkwasị anwụghị anwụ, ire ure nke a anaghị eyịkwasị ereghịure—[c]wee ruo mgbe Kraịst bịasịworo.
3 Lee, ọ na-eweta na mmezu [a]mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ. Mana lee, nwa m nwoke, mbilite n'ọnwụ ahụ erubeghị. Ugbua, aga m asaghere gị otu ihe ọmimi; otu o sila dị enwere ọtụtụ [b]ihe omimi ndị e [c]debere, na ọdịghị onye matara ha ma ọbụghị Chineke n'onwe ya.

13*a* Mosa. 27:34–35.
14*a* Mat. 6:25–34; Jekọb 2:18–19; OznỌd. 6:6–7; 68:31–32.
16*a* ngan Ezi na Ụlọ—Ọrụ dịịrị ndị nne na nna.
**40** 2*a* Mosa. 16:10–13. ngan Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
*b* 1 Ndị-Kọ 15:53–54.
*c* 1 Ndị-Kọ 15:20.
3*a* ngan Mbilite n'Ọnwụ.
*b* ngan Ihe Omimi nile nke Chineke.
*c* OznỌd. 25:4; 124:41.

Mana ana m egosị gị otu ihe
nke m jisịworo ike jụta n'aka
Chineke ka m wee mata — nke
ahụ bụ gbasara mbilite n'ọnwụ.
4 Lee, e nwere oge a kara aka
na mmadụ nile [a]ga-apụta site
na ndị nwụrụ anwụ. Ugbua
mgbe oge nke a ga-abịa ọdịghị
onye matara; kama Chineke ma-
tara oge ahụ nke e dobere.
5 Ugbua, ma a ga-enwe otu
oge, ma-ọbụ nke [a]ugboro abụọ,
ma-ọbụ nke ugboro atọ, ka ndị
mmadụ ga-apụta site na ndị
nwụrụ-anwụ, ọdịghị ihe o mere;
n'ihi na Chineke [b]matara ihe nile
ndị a; ma o zuworo m ịmata na
otu a ka ọ dị — na enwere oge a
kara aka na mmadụ nile ga-ebi-
lite site na ndị nwụrụ anwụ.
6 Ugbua ọ dịrịrị mkpa na-
enwere ohere n'etiti oge ọnwụ
na oge mbilite n'ọnwụ.
7 Ma ugbua a na m ajụ ihe
ga-abụ ọnọdụ [a]mkpụrụ-obi nile
nke ndị mmadụ site n'oge nke
ọnwụ a ruo n'oge ahụ e dobere
maka mbilite n'ọnwụ?
8 Ugbua ma enwere ihe karịrị
otu oge a kara aka maka ndị
mmadụ ibilite ọdịghị ihe o
mere; n'ihi na mmadụ nile ana-
ghị anwụ otu mgbe, ma nke a
adịghị ihe o mere; ihe nile
dịka otu ụbọchị n'ebe Chineke
nọ, ma oge a na-atụrụ ya nanị
ndị mmadụ.
9 Ya mere, o nwere oge a kara
aka nye ndị mmadụ na ha ga-
ebilite site na ndị nwụrụ-anwụ;
ma e nwere oghere n'etiti oge
ọnwụ ahụ na mbilite n'ọnwụ
ahụ. Ma ugbua, gbasara oghere
nke oge ahụ, ihe ga-abụ ọnọdụ
nke mkpụrụ-obi nile nke ndị
mmadụ bụ ihe ahụ nke m jisị-
woro ike jụọ Onye-nwe ịmata;
ma nke a bụ ihe ahụ nke m ma-
tara maka ya.
10 Ma mgbe oge ahụ bịaworo
mgbe mmadụ nile ga-ebilite,
mgbe ahụ ka ha ga-amata na
Chineke matara [a]oge nile nke e
dobere nye ndị mmadụ.
11 Ugbua, gbasara ọnọdụ nke
mkpụrụ-obi ahụ n'etiti [a]ọnwụ
na mbilite n'ọnwụ — Lee, e me-
wo ka m mata ya site na mụọ-
ozi, na mụọ nile nke mmadụ
nile, otu oge ahụ ha pụrụ site
na arụ a na-anwụ anwụ, e, mụọ
nile nke mmadụ nile, ma ha bụ
ndị ọma ma-ọbụ ndị ọjọọ, a
[b]na-ewela ha ụlọ nye Chineke
ahụ onye nyere ha ndụ.
12 Ma mgbe ahụ ka ọ ga-
eru, na mụọ nile nke ndị ahụ
mere ezi-omume a ga-anabata
ha n'ọnọdụ [a]añụrị, nke a na-
akpọ [b]paradaịs, ọnọdụ nke [c]ezu-
mike, ọnọdụ nke [d]udo, ebe ha ga
ezu ike site na nsogbu ha nile
na nchekasị nile, na mwute.
13 Ma mgbe ahụ ka ọ ga-eru,
na mụọ nile nke ndị ajọọ-omu-
me, e, ndị bụ ndị ọjọọ — n'ihi

4*a* Jọn 5:28–29.
5*a* Mosa. 26:24–25;
OznỌd. 43:18; 76:85.
*b* NGAN Chineke,
Chi-ukwu.
7*a* Alma 40:21;
OznỌd. 138.
NGAN Mkpụrụ-obi.
10*a* Ọlndoz. 17:26.
11*a* Luk 16:22–26;
1 Pita 3:18–19; 4:6;
OznỌd. 76:71–74;
138.
*b* Ekl. 12:7; 2 Nif. 9:38.
12*a* NGAN Ọ̀hụ̀.
*b* NGAN Paradaịs.
*c* NGAN Izu-ike.
*d* OznỌd. 45:46.
NGAN Udo.

na lee, ha enweghị oke ma-ọbụ
akụkụ nke mụọ nke Onye-nwe,
n'ihi na lee, ha họọrọ ajọọ ọrụ
nile karịa nke ọma; ya mere mụọ
nke ekwensu bara n'ime ha, ma
were onwunwe nke ụlọ ha — ma
a ga-achụpụ ndị a n'ime [a]ọchị-
chịrị nke ezi; a ga-enwe [b]ịkwa
akwa, na ịkwa arịrị na ịta ikike-
re eze, ma nke a n'ihi ajọọ-omu-
me nke ha, ebe e duru ha ka ndị
a dọkpụrụ n'agha site n'ọchị-
chọ nke ekwensu.
14 Ugbua nke a bụ ọnọdụ nke
mkpụrụ-obi nile nke [a]ndị ajọọ-
omume ahụ, e, n'ọchịchịrị, na
ọnọdụ nke dị egwu, [b]na-atụ ụjọ
na-ele anya ikpe dị egwu nke
oke iwe nke Chineke ga-abịa-
kwasị ha; otu a ha ga-anọgide
[c]n'ọnọdụ nke a, dịka ndị ezi-
omume n'ime paradaịs, wee ruo
oge nke mbilite n'ọnwụ ha.
15 Ugbua, o nwere ụfọdụ ndị
ghọtaworo na ọnọdụ nke añụrị
nke a na ọnọdụ nke ịhụjụ
anya nke mkpụrụ-obi nke a,
tutu mbilite n'ọnwụ ahụ, bụ
mbilite n'ọnwụ nke mbụ. E,
Anabatara m na e nwere ike
iwere ya dịka mbilite n'ọnwụ,
nkulite nke mụọ ahụ ma-ọbụ
mkpụrụ-obi na nnyefe ha n'aka
añụrị ma-ọbụ ịhụju-anya, dịka
okwu nile nke ekwuworọrịị
siri dị.
16 Ma lee, ọzọ ekwuwo ya
rịị, na enwere [a]mbilite n'ọnwụ
[b]nke mbụ, mbilite n'ọnwụ nke
ndị nile nọworo, ma-ọbụ nọ,
ma-ọbụ ga-anọ, gbada ruo na
mbilite nke Kraịst site n'ọnwụ.
17 Ugbua anyị echeghị na
mbilite n'ọnwụ nke mbụ a, nke
a na-ekwu maka ya n'ụdị a, ga-
abụ mbilite n'ọnwụ nke mkpụ-
rụ-obi nile ahụ na [a]nnyefe ha
n'añụrị ma-ọbụ nhuju-anya. I
gaghị eche na nke a bụ ihe ọ
pụtara.
18 Lee, asị m gị, E-e; kama ọ
pụtara njikọtagharị nke mkpụ-
rụ-obi ya na arụ, nke ndị nile
site n'ụbọchị nile nke Adam
gbadata ruo na [a]mbilite n'ọnwụ
nke Kraịst.
19 Ugbua, ma mkpụrụ-obi nile
na arụ nile nke ndị nile e kwu-
woro maka ha a ga-ejikọgharị ha
nile otu mgbe, ndị ajọọ-omume
na kwa ndị ezi-omume, asịghị
m; ka o zuo, na asị m na ha nile
ga apụta; ma-ọbụ n'ikwu ya
n'ọzọ ọzọ, mbilite n'ọnwụ ha
ga-abịa [a]tutu mbilite n'ọnwụ
nke ndị nwụrụ mgbe mbilite
n'ọnwụ nke Kraịst gasịworo.
20 Ugbua nwa m nwoke, asị-
ghị m na mbilite n'ọnwụ ha
ga-abịa na mbilite n'ọnwụ nke
Kraịst; mana lee, a na m enye
ya dịka echiche m, na mkpụrụ-
obi nile na arụ nile a ga-ejikọta
ha, maka ndị ezi-omume, na
mbilite n'ọnwụ nke Kraịst, na
[a]nrigoro ya n'ime elu-igwe.
21 Mana ma-ọbụ na mbilite
n'ọnwụ ya ma-ọbụ mgbe ọ
gasịrị, anaghị m ekwu; kama
oke a ka m na-ekwu, na enwere

13*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Mat. 8:12; Mosa. 16:2.
14*a* OznỌd. 138:20.
*b* Jekọb 6:13; Moses 7:1.
*c* Alma 34:34.
16*a* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*b* Jekọb 4:11; Mosa. 15:21–23.
17*a* OznỌd. 76:17, 32, 50–51.
18*a* Mat. 27:52–53.
19*a* Mosa. 15:26.
20*a* NGAN Nrigo n'Elu.

[a]oghere n'etiti ọnwụ na mbilite n'ọnwụ nke arụ ahụ, na ọnọdụ nke mkpụrụ-obi ahụ [b]n'añụrị ma-ọbụ na [c]nhuju-anya wee ruo oge a kara aka nke Chineke mgbe ndị nwụrụ-anwụ ga apụta, ma ejikọtagharịa ha, ma mkpụrụ-obi ma arụ, ma [d]akpọta ha iguzoro n'iru Chineke, ma ekpee ha ikpe dịka ọrụ ha nile siri dị.

22 E, nke a na-eweta mweghachi nke ihe ndị ahụ e kwuworo maka ha site n'ọnụ nke ndị-amụma nile.

23 A ga [a]eweghachi [b]mkpụrụ-obi ahụ nye [c]arụ, na arụ nye mkpụrụ-obi; e, na ụkwụ na aka nile na njikọ ha a ga-eweghachi ha nye arụ ya; e, ọbụna otu mkpụrụ agịrị-isi nke isi ahụ agaghị efu; kama a ga-eweghachi ihe nile n'ezigbo ọnọdụ na okporo-arụ zuru oke.

24 Ma ugbua, nwa m nwoke, nke a bụ mweghachi nke e [a]kwuworo maka ya site n'ọnụ nile nke ndị-amụma—

25 Ma mgbe ahụ ka ndị ezi-omume ga-egbukepụta n'ala-eze nke Chineke.

26 Mana lee, [a]ọnwụ dị egwu na-abịakwasị ndị ajọọ-omume; n'ihi na ha na-anwụ n'ihe nile gbasara ihe nile nke ezi-omume; n'ihi na ha adịghị-ọcha, ma ọdịghị ihe ọbụla [b]na-adịghị ọcha nwere ike iketa ala-eze nke Chineke; kama a ga-achụpụ ha, ma nyefee ha n'iketa-oke site na mkpụrụ nile nke ọrụ ha nile ma-ọbụ aka-ọrụ ha nile, nke bụworọrịi ihe ọjọọ; ma ha wee ñụọ iko mmanya nke dị ilụ.

## ISI 41

*Na Mbilite n'Ọnwụ ahụ ndị mmadụ ga-apụta n'ọnọdụ nke añụrị agwụgh-agwụ ma-ọbụ nhuju-anya agwụgh-agwụ—Ajọọ-omume adịghị mgbe ọ bụ añụrị—Ndị nke anụ arụ nọ n'enweghị Chineke n'ụwa—Onye ọbụla na-anata ọzọ na mweghachi ahụ ụdị nile na ụdị omume nile ọ mụtara n'arụ na-anwụ anwụ. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, nwa m nwoke, enwere m ihe ole na ole m ga ekwu gbasara mweghachi ahụ nke e kwuworo maka ya; n'ihi na lee, ụfọdụ [a]atụgharịwo akwụkwọ-nsọ nile, ma gamie [b]n'ifu ụzọ n'ihi ihe nke a. Ma a hụrụ m na echiche gị enwewo kwa nsogbu gbasara ihe nke a. Mana lee, aga m akọwara gị ya.

2 Asị m gị, nwa m nwoke, na atụmatụ nke mweghachi ahụ bụ ihe dị mkpa maka ikpe-ziri-ezi nke Chineke; n'ihi na ọ dị mkpa na a ga-eweghachi ihe nile n'ezigbo ọnọdụ ha. Lee, ọ dị mkpa ma zi ezi, dịka ike na mbilite n'ọnwụ nke Kraịst siri dị, na mkpụrụ-obi nke mmadụ

21*a* Luk 23:39–43.
*b* NGAN Paradaịs.
*c* NGAN Ala-mụọ.
*d* Alma 42:23.
23*a* 2 Nif. 9:12–13; Alma 11:40–45.
*b* NB Mụọ. OznỌd. 88:15–17. NGAN Mkpụrụ-obi.
*c* NGAN Arụ.
24*a* Aisa. 26:19.
26*a* 1 Nif. 15:33; Alma 12:16.
*b* Alma 11:37.
**41** 1*a* 2 Pita 1:20; 3:16; Alma 13:20.
*b* NGAN Ngọnarị Okwukwe.

a ga-eweghachi ya na arụ ya,
ma na [a]akụkụ arụ nile a ga-ewe-
ghachi ya nye onwe ya.
3 Ma ọ dị mkpa [a]n'ikpe zịrị-ezi
nke Chineke na a [b]ga-ekpe ndị
mmadụ ikpe dịka [c]ọrụ ha nile
siri dị; ma ọbụrụ na ọrụ ha nile
dịrịị mma na ndụ nke a, ma
ọbụrụ na ọchịchọ nile nke obi
ha nile dịrịị mma, na a ga kwa,
n'ụbọchị ikpe-azụ ahụ, [d]ewe-
ghachi ha nye ihe ahụ nke dị
mma.
4 Ma ọbụrụ na ọrụ ha nile dị
njọ a [a]ga-eweghachi ha nye ihe
ọjọọ. Ya mere, a ga-eweghachi
ihe nile n'ezigbo ọnọdụ ha, ihe
nile n'ọnọdụ okike ya—[b]ịnwụ
anwụ akpọlitere n'anwụghị
anwụ, [c]ire ure n'ereghị ure—a
kpọlitere [d]n'añụrị agwụgh-agwụ
iketa ala-eze nke Chineke, ma-
ọbụ ruo na nhuju-anya agwụgh-
agwụ iketa ala-eze nke ekwensu
ahụ, otu n'otu aka, nke ọzọ na
aka nke ọzọ—
5 Otu ahụ a kpọlitere ruo añụrị
dịka ọchịchọ ya nke añụrị siri dị,
ma-ọbụ ihe-ọma dịka ọchịchọ
nile nke ihe ọma ya siri dị; ma
nke ọzọ ruo n'ihe ọjọọ dịka
ọchịchọ ya nile nke ihe ọjọọ siri
dị; n'ihi na dịka ọ chọworo ime
ihe ọjọọ ogologo ụbọchị nile
ọbụna otu ahụ ka ọ ga-esi nwe-
ta ụgwọ-ọrụ ya nke ihe ọjọọ
mgbe abalị ga-abịa.
6 Ma otu ahụ ka ọ dị n'aka
nke ọzọ. Ọbụrụ na o cheghariịwo
site na mmehie ya nile, ma chọọ
ezi-omume wee ruo ogwụgwụ
nke ụbọchị ya nile, ọbụna otu
ahụ a ga-akwụ ya ụgwọ ọrụ
n'ezi-omume.
7 [a]Ndị a bụ ndị ahụ a gbapụta-
ra nke Onye-nwe; e, ndị a bụ ndị
ahụ nke akpọpụtara, nke a na-
pụtara site n'abalị ọchịchịrị
agwụgh-agwụ ahụ; ma otu a ka
ha na-eguzoro ma-ọbụ na-ada;
n'ihi na lee, ha bụ [b]ndị-ikpe nke
onwe ha, ma ha ga-eme ihe ọma
ma-ọbụ mee ihe ọjọọ.
8 Ugbua, iwu-ọkụ nile nke
Chineke [a]enweghị ike ịgbanwe;
ya mere, ụzọ ahụ a kwadoro
ya na onye-ọbụla nke chọrọ
nwere ike ịga ije n'ime ya ma
a zọpụta ya.
9 Ma ugbua lee, nwa m nwoke,
[a]anwakwala imejọ ọzọ megide
Chineke gị n'ihe nile nke ozizi,
nke i nọ na-etinye ndụ gị n'ihe-
egwu ime mmehie.
10 Echekwala, n'ihi na ekwu-
wo ya gbasara mweghachị, na a
ga-eweghachị gị site na mmehie
ruo n'añụrị. Lee, asị m gị, [a]ajọọ-
omume adịghị mgbe ọ bụ añụrị.
11 Ma ugbua, nwa m nwoke,
mmadụ nile nke nọ n'ime ọnọ-
dụ nke [a]okike, ma-ọbụ aga m
asị, n'ime [b]ọnọdụ anụ arụ, nọ
n'ime olulu ilu na agbụ nile nke

2*a* Alma 40:23.
3*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*b* NGAN Inye Nkọwasị, Nkọwasị, Nwe Nkọwasị; Kpee, Ikpe.
*c* NGAN Ọrụ nile.
*d* Hil. 14:31.
4*a* Alma 42:28.
*b* 2 Nif. 9:12–13; OznỌd. 138:17. NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*c* 1 Ndị-Kọ 15:51–55.
*d* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
7*a* OznỌd. 76:50–70.
*b* 2 Nif. 2:26; Alma 42:27; Hil. 14:30. NGAN Ohere-Ihọrọ.
8*a* OznỌd. 1:38.
9*a* OznỌd. 42:23–28.
10*a* Abụọma 32:10; Aisa. 57:20–21; Hil. 13:38.
11*a* Mosa. 3:19. NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
*b* NGAN Nke Anụ Arụ.

ajọọ-omume; ma ha nọ [c]n'enweghị Chineke n'ime ụwa, ma ha ejehiewo megide ụzọ nke Chineke; ya mere ha nọ n'ọnọdụ n'emegide ụzọ nke añụrị.
12 Ma ugbua lee, ihe okwu ahụ mweghachi pụtara ọ bụ iwere ihe nke ọnọdụ nke okike ma dobe ya n'ọnọdụ nke na-abụghị ọnọdụ nke okike, ma-ọbụ idebe ya n'ọnọdụ megidere nke okike ya?
13 O, nwa m nwoke, nke a abụghị otu ọ dị; kama ihe okwu ahụ mweghachi pụtara bụ iweghachi ihe ọjọọ maka ihe ọjọọ, ma-ọbụ ihe nke anụ arụ maka ihe nke anụ arụ, ma-ọbụ ihe na-eso ekwensu maka ihe na-eso ekwensu—ihe ọma maka ihe nke dị mma; ezi-omume maka ihe nke bụ ezi-omume; ikpe ziri ezi maka ihe nke bụ ikpe ziri ezi; obi ebere maka ihe nke nwere obi ebere.
14 Ya mere, nwa m nwoke, hụ na ị nwere obi ebere n'ebe ụmụnne gị nwoke nọ; meso [a]n'ikpe ziri ezi, [b]kpee ikpe n'ezi-omume, ma mee [c]ihe ọma esepụghị aka; ma ọbụrụ na i mee ihe ndị a nile mgbe ahụ ka ị ga-enweta ụgwọ ọrụ gị; e, ị ga-enwe [d]obi ebere eweghachiiri gị ọzọ; ị ga-enwe ikpe zịrị-ezi e weghachiiri gị ọzọ; ị ga-enwe ikpe ezi-omume e weghachiiri gị ọzọ; ma ị ga-enwe ihe ọma akwụghachịrị gị ọzọ.
15 N'ihi na ihe ahụ Ị na-ezipụ ga-alaghachiri gị ọzọ, ma e weghachi ya; ya mere, okwu ahụ mweghachi na-ama onye-mmehie ikpe n'uju karịa, ma ọ naghị ekpelara ya ma ọlị.

## ISI 42

*Ịnwụ anwụ bụ oge mnwale inyere mmadụ aka icheghari ma jeere Chineke ozi—Ọdịda ahụ wetara ọnwụ nke arụ na nke mụọ nye mmadụ nile—Mgbapụta na-abịa site na nchegharị—Chineke n'onwe ya na-achụ aja mgbaghara mmehie nile nke ụwa—Ebere bụ maka ndị chegharịrị—Ndị ọzọ nile nọ n'okpuru ikpe zịrị-ezi nke Chineke—Ebere na-abịa n'ihi Aja mgbaghara mmehie ahụ—Nanị ndị nwere ezigbo nchegharị ka a ga-azọpụta. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, nwa m nwoke, a hụrụ m na enwere ihe ole na ole ọzọ nke na-esogbu echiche gị, nke ị na-enweghị ike ịghọta—Nke bụ gbasara [a]ikpe ziri-ezi nke Chineke na ntaram-ahụhụ nke onye-mmehie ahụ; n'ihi na ị na-anwa n'iche na ọ bụ ihe n'ezighị-ezi na a ga-enyefe onye-mmehie n'ọnọdụ nke nhuju-anya.
2 Ugbua lee, nwa m nwoke, a ga m akọwara gị ihe nke a. N'ihi na lee, mgbe Onye-nwe Chineke [a]zipụchara ndị nne na nna mbụ anyị site n'ogige nke

11*c* Ndị-Efe. 2:12.
14*a* NGAN Ịkwụ Ọtọ, Kwụ-ọtọ.
*b* Jọn 7:24; OznỌd. 11:12.
*c* OznỌd. 6:13; 58:27–28.
*d* NGAN Ebere, Obi-ebere.
**42** 1*a* 2 Nif. 26:7; Mosa. 15:26–27. NGAN Ikpe-ziri-ezi.
2*a* Jen. 3:23–24; Moses 4:28–31.

[b]Iden, ịkọ ala, site n'ebe nke ewetara ha—E, o sepụtara nwoke ahụ, ma o debere na nsọtụ ọwụwa-anyanwụ nke ogige nke Iden ahụ, [c]cherubim, na mma agha nke ire-ọkụ nke na-atụgharị uzọ nile, ichekwa [d]osisi nke ndụ ahụ—
3 Ugbua, anyị hụrụ na mmadụ ahụ adịwori ka Chineke, naamata ihe ọma na ihe ọjọọ; ma ka ọ ghara iwepụta aka ya, ma were kwa site n'osisi nke ndụ ahụ, ma rie ma dị ndụ ruo mgbe nile, Onye-nwe Chineke debere cherubim na mma-agha nke ireọkụ, ka ọ ghara iketa-oke site na mkpụrụ-osisi ahụ—
4 Ma otu a anyị hụrụ, na enwere oge enyere mmadụ ichegharị, e, [a]oge-mnwale, oge icheghari ma jeere Chineke ozi.
5 N'ihi na lee, ọbụrụ na Adam wepụtararịị aka ya otu mgbe ahụ, ma rachatụworịị site na osisi nke ndụ ahụ, ọ gaara adịndụ ruo mgbe nile, dịka okwu Chineke siri dị, na-enweghị oghere maka nchegharị; e, na kwa okwu Chineke gaara abụ ihe efu, ma nnukwu atụmatụ nke nzọpụta ahụ gaara abụ ihe akwụsịrị akwụsị.
6 Mana lee, akara ya aka nye mmadụ [a]ịnwụ—ya mere, ebe ebepụrụ ha site n'osisi nke ndụ ahụ a ga-ebepụkwa ha site n'elu iru nke ụwa—ma mmadụ ghọrọ onye furu-efu ruo mgbe nile, e, ha ghọrọ [b]mmadụ dara ada.
7 Ma ugbua, ị hụwo site na nke a na nne na nna anyị mbụ [a]ebepụrụ ha ma n'arụ ma na mụọ site n'iru nke Onye-nwe; ma otu a anyị hụrụ na ha ghọrọ ndị nọ n'okpuru iso ihe ha n'onwe ha [b]chọrọ.
8 Ugbua lee, ọdịghị mkpa na a ga-akpọtaghachị mmadụ site n'ọnwụ nke arụ nke a, n'ihi na nke ahụ ga-ebibi nnukwu [a]atụmatụ nke inwe añụrị.
9 Ya mere, ebe ọbụ na mkpụrụ-obi enweghị-ike ịnwụ anwụ, ma [a]ọdịda ahụ ewetaworo mmadụ nile ọnwụ nke mụọ na kwa nke arụ, nke ahụ bụ, ebepụrụ ha site n'iru nke Onyenwe, ọ dịrịị mkpa na aga-akpọtaghachị mmadụ site n'ọnwụ nke mụọ nke a.
10 Ya mere, ebe ha ghọworo nke [a]anụ-arụ, nke mmetụta, naeso ekwensu, site [b]n'okike, [c]ọnọdụ-mnwale nke a ghọrọ ọnọdụ maka ha ịkwado; ọ ghọrọ ọnọdụ njikere.
11 Ma ugbua cheta, nwa m nwoke, ọbụrụ na ọbụghị maka atụmatụ nke mgbapụta, (idebe ya n'akụkụ) ngwa-ngwa ha nwụrụ mkpụrụ-obi ha nile gaanọ na [a]nhuju-anya, ebe ebepụrụ ha site n'ebe Onye-nwe nọ.
12 Ma ugbua, enweghị ụzọ a ga-esi kpọtaghachị ndị mmadụ

2*b* NGAN Iden.
*c* NGAN Cherubim.
*d* Jen. 2:9.
4*a* Alma 34:32–33.
6*a* NGAN Ọnwụ nke Arụ.
*b* Mosa. 16:3–5.
NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
7*a* 2 Nif. 2:5; 9:6; Hil. 14:16.
NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
*b* NGAN Ohere-Ihọrọ.
8*a* Alma 34:9; Moses 6:62.
9*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
10*a* NGAN Nke Anụ Arụ.
*b* NGAN Mmadụ n'Ụdị Okike.
*c* NGAN Ịnwụ Anwụ, Na-anwụ Anwụ.
11*a* 2 Nif. 9:7–9.

site n'ọnọdụ ọdịda nke a, nke
mmadụ wetaworo nye onwe ya
n'ihi erubeghị-isi nke onwe ya;
13 Ya mere, dịka ikpe ziri-
ezi siri dị, agaraghị ewebata
[a]atụmatụ nke mgbapụta ahụ,
nanị n'ọnọdụ nile nke [b]nche-
gharị nke ndị mmadụ n'ọnọdụ
mnwale nke a, e, ọnọdụ nkwa-
dobe nke a; n'ihi na ma ọbụghị
n'ihi ọnọdụ ndị a, ebere enwe-
ghị ike imalite ma ọbụghị na ọ
ga-ebibi ọrụ nke ikpe-ziri-ezi.
Ugbua ọrụ nke ikpe ziri-ezi
ahụ agaraghị enwe ike ibibi
ya; ọbụrụ otu ahụ, Chineke [c]ga-
akwụsị ịbụ Chineke.
14 Ma otu a anyị hụrụ na mma-
dụ nile [a]adawo, ma ha nọọrọ
n'ime njidesike nke [b]ikpe-ziri-
ezi; e, ikpe ziri-ezi nke Chineke,
nke nyefere ha ruo mgbe nile
ka ebepụ ha site n'ebe ọ nọ.
15 Ma ugbua, agaraghị ewe-
bata atụmatụ nke ebere ma
ọbụghị na aga achụ aja-nzọpụ-
ta; ya mere Chineke n'onwe ya
[a]na-achụ maka aja mgbaghara
mmehie nile nke ụwa, iwebata
atụmatụ nke [b]ebere, imeju ọchị-
chọ nile nke [c]ikpe ziri-ezi, ka
Chineke wee bụrụ onye [d]zuru-
oke, Chineke ikpe ziri-ezi, na
kwa Chineke nke ebere.
16 Ugbua, nchegharị enweghị
ike ịbịakwute ndị mmadụ ma
ọbụghị na enwere ntaram-ahụ-
hụ, nke dị kwa [a]ebighi-ebi dịka
ndụ nke mkpụrụ-obi ahụ ga-
adị, anyapadoro chee-iru megi-
de atụmatụ nke añụrị, nke
dị kwa ebighi-ebi ka ndụ nke
mkpụrụ-obi ahụ.
17 Ugbua, olee otu mmadụ ga-
esi chegharịa ma ọbụghị na o
[a]mehiere? Olee otu ọ ga-esi mee
mmehie ma ọbụrụ na enweghị
[b]iwu? Olee otu a ga-esi nwee iwu
ma ọbụghị na enwere ntaram-
ahụhụ?
18 Ugbua, enwere ntaram-ahụ-
hụ a nyapadoro, na iwu ziri-ezi
e nyere, nke na-eweta mwute
nke [a]mụọ nye mmadụ.
19 Ugbua, ọbụrụ na enweghị
iwu e nyere — ọbụrụ na mmadụ
[a]gburu mmadụ ọ ga-anwụ — ọ
ga-atụ egwu na ya ga-anwụ ma
ọbụrụ na ya gbuo mmadụ?
20 Na kwa, ọbụrụ na enweghị
iwu e nyere megide mmehie ndị
mmadụ agaghị atụ-egwu ime
mmehie.
21 Ma ọbụrụ na [a]enweghị iwu
e nyere, ọbụrụ na ndị mmadụ
mehiere gịnị ka ikpe ziri-ezi ga-
eme, ma-ọbụ ebere n'onwe ya,
n'ihi na ha agaghị enwe ihe nji-
de aka n'arụ ihe ahụ e kere-eke?
22 Mana enwere iwu enyere,
na ntaram-ahụhụ anyapadoro,
na [a]nchegharị e nyere; bụ nche-
gharị, nke ebere na-ejide aka;
ma ọdịghị otu a, ikpe ziri-ezi

13*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*b* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*c* 2 Nif. 2:13–14.
14*a* Alma 22:13–14.
*b* 2 Nif. 2:5.
15*a* 2 Nif. 9:7–10; Mosa. 16:7–8. NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*c* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*d* 3 Nif. 12:48.
16*a* OznỌd. 19:10–12.
17*a* NGAN Mmehie.
*b* Ndi Rom 4:15.
18*a* NGAN Ime Mụọ.
19*a* NGAN Igbu-mmadụ.
21*a* 2 Nif. 9:25–26; Mosa. 3:11.
22*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.

ga-ejide ihe ahụ e kere eke aka
ma mee ihe e kpebiri n'iwu ahụ,
ma iwu ahụ na-akwagide nta-
ram-ahụhụ ahụ; ọbụrụ na ọdịghị
otu ahụ, ọrụ nile nke ikpe ziri-
ezi a ga-ebibi ha, ma Chineke
ga-akwụsị ịbụ Chineke.
23 Mana Chineke akwụsịghị
ịbụ Chineke, ma [a]ebere na-ana-
bata onye chegharịrị, ma ebere
na-abịa n'ihi [b]aja mgbaghara
mmehie ahụ; ma aja mgbagha-
ra mmehie ahụ na-eweta na
mmezu [c]mbilite n'ọnwụ nke ndị
nwụrụ anwụ; ma mbilite n'ọ-
nwụ nke ndị nwụrụ anwụ [d]na-
eweghachi ndị mmadụ n'iru
nke Chineke; ma otu a ana-
eweghachi ha n'ebe ọ nọ, ka e
[e]kpee ha ikpe dịka ọrụ ha nile
siri dị, dịka iwu ahụ na ikpe
ziri-ezi siri dị.
24 N'ihi na lee, ikpe ziri-ezi
ga-eji ihe nile kwesịrị-ime rụọ
ọrụ, na kwa ebere na-ejide ihe
nile bụ nke ya aka; ma otu a,
ọdịghị onye ọzọ ma-ọbụghị ndị
chegharịrị n'ezie ka a ga-azọ-
pụta.
25 Gịnị, i chere na ebere nwere
ike izu [a]ikpe ziri-ezi ori? Asị m
gị, E-e; ọbụghị ma otu nke nta-
kịrị. Ọbụrụ otu a, Chineke ga-
akwụsị ịbụ Chineke.
26 Ma otu a Chineke na-ewe-
bata nnukwu na [a]ebum-n'obi
ebighi-ebi ya, nke a kwadoro
[b]site na ntọ-ala nke ụwa. Ma
otu a ka nzọpụta si na-abịa na
mgbapụta nke ndị mmadụ, na
kwa mbibi ha na nhuju-anya ha.
27 Ya mere, O nwa m nwoke,
[a]onye ọbụla nke chọrọ ịbịa nwe-
re ike ịbịa ma keta-oke site na
mmiri nile nke ndụ na akwụghị
ụgwọ; ma onye ọbụla na-achọ-
ghị ịbịa anaghị amanye onye
ahụ ịbịa; mana n'ụbọchị ikpe-
azụ ahụ a [b]ga-akwụghachi ya
dịka [c]ọrụ ya nile siri dị.
28 Ọbụrụ na ọ chọwo ime [a]ihe
ọjọọ, ma o chegharịghị n'ụbọchị
ya nile, lee, ihe ọjọọ ka a ga-eme-
so ya, dịka nkwụghachị-ụgwọ
nke Chineke siri dị.
29 Ma ugbua, nwa m nwoke,
achọrọ m ka ị mee ka ihe ndị a
ghara isogbu gị ọzọ, ma nanị
mee ka mmehie gị nile na-eso-
gbu gị, na nsogbu ahụ nke ga
ewedata gị ruo nchegharị.
30 O nwa m nwoke, a chọrọ m
ka ị ghara ịgọnarị ikpe ziri-ezi
nke Chineke ọzọ. Achọkwala
ka iwepụ onwe gị n'ụta n'ihe
kachasị ntakịrị n'ihi mmehie
gị nile, site n'ịgọnarị ikpe ziri-
ezi nke Chineke; kama kwee ka
ikpe ziri-ezi nke Chineke, na
ebere ya, na ogologo-ntachi-obi
ya nwee ọchịchị n'uju n'ime obi
gị; ma kwee ka o wedata gị n'u-
zuzu [a]n'umeala.
31 Ma ugbua, O nwa m nwoke,

23*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* 2 Nif. 2:8; 9:4; Alma 7:12; 11:41–45; 12:24–25; Hil. 14:15–18; Mọm 9:13.
*d* Alma 40:21–24.
*e* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
25*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
26*a* 2 Nif. 2:14–30; Moses 1:39.
*b* Alma 13:3; 3 Nif. 1:14.
27*a* Alma 5:34; Hil. 14:30. NGAN Ohere-Ihọrọ.
*b* Alma 41:15.
*c* Aisa. 59:18; Mkpu. 20:12.
28*a* Alma 41:2–5.
30*a* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.

akpọrọ gị site na Chineke ikwusa okwu ahụ nye ndị a. Ma ugbua, nwa m nwoke, gaara onwe gị, kwupụta okwu ahụ n'ezi-okwu na anya-udo, ka i wee nwe ike ịkpọta mkpụrụ-obi nile na nchegharị, ka nnukwu atụmatụ nke ebere wee nwee ihe njide aka n'arụ ha. Ma ka Chineke kwenyere gị ọbụna dịka okwu m nile siri dị. Amen.

## ISI 43

*Alma na ụmụ ya nwoke wee kwusaa okwu ahụ—Ndị Zorọm na ndị nghọtahie ndị Nifaị ndị ọzọ wee ghọọ ndị Leman—Ndị Leman wee bịa imegide ndị Nifaị n'agha—Moronaị wee nye ndị Nifaị ngwaagha nke mgbochi—Onye-nwe wee kpugheere Alma ụzọ aghụghọ agha nke ndị Leman—Ndị Nifaị wee chekwaa ebe obibi ha nile, ntọhapụ nile, ezi na ụlọ ha nile, na okpukpechi—Ndị-agha nile nke Moronaị na Lihaị wee gbaa ndị Leman gburu-gburu. Ihe dịka n'afọ 74 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na ụmụ nwoke nile nke Alma gaghariri n'etiti ndị ahụ, ikwusara ha okwu ahụ. Ma Alma kwa n'onwe ya, enweghị ike izu ike, ma ọ gagharị-kwara.

2 Ugbua anyị agaghị ekwu ọzọ gbasara nkwusa-okwu ha nile, ma ọbụghị na ha kwusara okwu ahụ, na ezi-okwu ahụ, dịka mụọ nke ibu-amụma na mkpughe ahụ siri dị; ma ha kwusara dịka [a]usoro nsọ nke Chineke site na nke a naara akpọ ha.

3 Ma ugbua ana m alaghachị na nkọwasị nke agha nile dị n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman, n'afọ iri na asatọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe nile.

4 N'ihi na lee, o wee ruo na [a]ndị Zorọm ghọrọ ndị Leman; ya mere, na mmalite nke afọ iri na asatọ ahụ ndị Nifaị ahụ hụrụ na ndị Leman na-abịakwasị ha; ya mere ha mere njikere maka agha; e, ha kpọkọtara ndị-agha ha nile n'ala nke Jeshọn.

5 Ma o wee ruo na ndị Leman bịara na puku ha nile; ma ha batara n'ime ala nke Antionụm, nke bụ ala nke ndị Zorọm; ma nwoke nke aha ya bụ Zerahemna bụụrụ onye-ndu ha.

6 Ma ugbua, ebe ọ bụ na ndị Amalek bụụrụ ndị ka n'ajọọomume na inwe agụụ igbu mmadụ karịa ka ndị Leman nwere, n'ime na n'onwe ha, ya mere, Zerahemna họpụtara ndị-isi ọchị-agha nile ịchị ndị Leman, ma ha nile bụ ndị Amalek na ndị Zorọm.

7 Ugbua nke a ka o mere ka o wee chekwaa ịkpọ-asị ha n'ebe ndị Nifaị nọ, ka o wee webata ha n'ime ịnọ n'okpuru mmezupụta nke atụmatụ ya nile.

8 N'ihi na lee, atụmatụ ya nile bụụrụ ịkpasu ndị Leman nile iwe megide ndị Nifaị; nke a ka o mere ka o wee nwe ike pụrụ nnukwu ike n'ụzọ n'ezighị-ezi megide ndị Nifaị site n'iweta ha n'ime ịbụ-oru.

**43** 2*a* NGAN Ọkwa Nchụ-aja nke Melkizedek.
4*a* Alma 35:2–14; 52:33.

9 Ma ugbua atụmatụ nke ndị
Nifaị bụụrụ ịkwado ala ha nile,
na ụlọ ha nile, na [a]ndị nwunye
ha nile, na ụmụ ha nile, ka ha
wee chekwaa ha site n'aka ndị
iro ha; na kwa ka ha wee che-
kwaa ihe nile ruru ha na ohere
ha nile, e, na kwa [b]ntọhapụ ha,
ka ha wee fee Chineke dịka
ọchịchọ ha nile siri dị.
10 N'ihi na ha matara na
ọbụrụ na ha ga-adaba n'aka
ndị Leman, na onye-ọbụla
[a]ga-efe Chineke n'ime [b]mụọ na
n'ezi-okwu, Chineke nke ezi-
okwu ahụ dị ndụ, ndị Leman
ga-ebibi ha.
11 E, ma ha matakwara ịkpọ-
asị gafere-oke nke ndị Leman
nile megide [a]ụmụnne ha nile,
ndị bụụrụ ndị nke Antai-Nifaị-
Lihaị, ndị a naara akpọ ndị nke
Amọn—ma ha achọghị iwelite
ngwa-ọgụ, e, ha abawọrịị n'ime
ọgbụgba-ndụ ma ha achọghị
imebi ya—ya mere, ọbụrụ na
ha ga-adaba n'aka nke ndị
Leman a ga-ebibi ha.
12 Ma ndị Nifaị agaghị ekwe
na a ga-ebibi ha; ya mere ha nye-
re ha ala maka ihe nketa nke ha.
13 Ma ndị nke Amọn nyere ndị
nke Nifaị nnukwu oke site n'ihe
ha nwere iji kwado ndị-agha ha
nile; ma otu a a manyere ndị
Nifaị, nanị, iguzogide megide
ndị Leman, ndị bụ ngwakọta
nke Leman na Lemuel, ma ụmụ
nile nke Ịshmel, na ndị nile nwe-
woro nghọtahie site na ndị
Nifaị, ndị bụ ndị Amalek na
ndị Zorọm, na ndị si [a]n'agbụrụ
nke ndị nchụ-aja nke Noa.
14 Ugbua ndị ahụ si n'agbụrụ
dị imerime, fọdụ ntakịrị, ịha ka
ndị Nifaị; ma otu a ndị Nifaị
ka e mere ka ha lụọ ọgụ ha na
ụmụnne ha, ọbụna ruo n'ịkwa-
fu ọbara.
15 Ma o wee ruo ka ndị-agha
nile nke ndị Leman bịakọtawo-
ro ọnụ n'ala nke Antionụm, lee,
ndị-agha nile nke ndị Nifaị nọ
na njikere izute ha n'ala nke
Jeshọn.
16 Ugbua onye-ndu nke ndị
Nifaị, ma-ọbụ nwoke ahụ a họ-
pụtaworo ịbụ onye-isi ọchị-agha
nye ndị Nifaị—ugbua onye-isi
ọchị-agha ahụ weere ọchịchị-
agha nke ndị-agha nile nke ndị
Nifaị n'aka ya—ma aha ya bụ
Moronaị;
17 Ma Moronaị weere ịchị-
agha nile, na ọchịchị nke agha
ha nile, ma ọ dị nanị iri afọ abụọ
na ise mgbe a họpụtara ya ịbụ
onye-isi ọchị-agha nye ndị-agha
nile nke ndị Nifaị.
18 Ma o wee ruo na o zutere
ndị Leman n'oke-ala nile nke
Jeshọn, ma ndị ya ji ngwa-ọgụ
nke mma-agha nile, mma-agha
rọrọ-arọ, na ụdị ngwa-ọgụ nile
di iche iche nke agha.
19 Ma mgbe ndị-agha nile ndị
nke ndị Leman hụrụ na ndị nke
ndị Nifaị, ma-ọbụ na Moronaị,
ejikerewọrịị ndị ya n'epekele-
nchekwa-obi na ihe-ize-mgbọ
nke aka, e, na kwa ihe-ize-mgbọ
nile iji chekwaa isi ha nile,

9*a* Alma 44:5; 46:12.
*b* NGAN Ntọhapụ.
10*a* NGAN Fee Ofufe.
*b* Jọn 4:23–24.
11*a* Alma 24:1–3, 5, 20; 25:1, 13; 27:2, 21–26.
13*a* Alma 25:4.

na kwa eyikwasịrị ha uwe dị agbidigbi—
20 Ugbua ndị-agha nke Zerahemna adịghị na njikere n'ụdị ihe ọbụla dị otu a; ha jiri nanị mma-agha ha nile na mma-agha-rọrọ-arọ ha, ụta ha nile na arọ ha nile, okwute ha nile na ébè ha nile; ma ha [a]gba-ọtọ, ma ọbụghị akpụkpọ-anụ nke e kere n'ukwu ha nile; e, ha nile gba-ọtọ, ewezuga ndị Zorọm na ndị Amalek nile.
21 Mana ha ejighi ngwa-agha nke epekele-nchekwa-obi nile, ma-ọbụ ihe-ize-mgbọ nile—ya mere, ha tụrụ egwu maka ndị-agha nile nke ndị Nifaị karịa n'ihi ngwa-agha ha, na-agbanyeghị ọnụ-ọgụgụ ha dị oke ukwuu karịa nke ndị Nifaị.
22 Lee, ugbua o wee ruo na ha anwaghị kwa anwa ịbịa megide ndị Nifaị n'oke ala nile nke Jeshọn; ya mere ha siri n'ala nke Antionụm pụọ baa n'ime ọzara, ma were ije ha gburu-gburu n'ime ọzara ahụ, pụọ n'ebe dị anya site n'isi nke osimiri Saịdọn, ka ha wee nwe ike bata n'ime ala nke Mantaị ma nwere ọnwụnwe nke ala ahụ; n'ihi na ha echeghị na ndị-agha nile nke Moronaị ga-amata ebe ha gaworo.
23 Mana o wee ruo, ngwa-ngwa ha pụrụ baa n'ime ozara ahụ Moronaị zipụrụ ndị onyota-ọgba-ama nile n'ime ozara ahụ iche ebe izu-ike ha nche; ma Moronaị, kwa, ebe ọ matara ibu-amụma nile nke Alma, zigaara ya ụfọdụ ndị nwoke, na-achọ n'aka ya ka ọ jụta Onye-nwe [a]ebe ndị-agha nile nke ndị Nifaị ga-aga ichekwa onwe ha megide ndị Leman.
24 Ma o wee ruo na okwu nke Onye-nwe bịaruru Alma, ma Alma gwara ndị-ozi nile nke Moronaị, na ndị-agha nile nke ndị Leman nọ n'azọ-ije gburu-gburu n'ime ọzara ahụ, ka ha nwe ike igafeta n'ime ala nke Mantaị, ka ha nwe ike malite ibuso ndị nke n'adịghị ike agha. Ma ndị-ozi ahụ nile gara ma zie Moronaị ozi ahụ.
25 Ugbua Moronaị, ebe ọ hapụrụ ụfọdụ ndị-agha ya n'ala nke Jeshọn, adịghị ama-ama n'ụdị ọbụla ụfọdụ ndị nke Leman ga-abata n'ala ahụ ma were onwunwe nke obodo-ukwu ahụ, kpọrọ ndị-agha ya fọdụrụ ma zọfee ije n'ime ala nke Mantaị ahụ.
26 Ma o wee mee ka ndị nile nọ n'akụkụ ala ebe ahụ wee kpọkọta onwe ha ọnụ n'agha megide ndị Leman, [a]ichekwa ala ha nile na mba ha, ihe nile ruru ha na ntọhapụ ha nile; ya mere ha dị na njikere maka oge ọbịbịa nke ndị Leman.
27 Ma o wee ruo na Moronaị mere ka ndị-agha ya zoo na ndagwurugwu nke dị nso n'akụkụ osimiri Saịdọn, nke dịrị n'ọdịda-anyanwụ nke osimiri Saịdọn ahụ n'ime ọzara ahụ.
28 Ma Moronaị debere ndị-onyota-ọgba-ama nile n'akụkụ nile, ka o nwe ike mata mgbe ndị-agha nke ndị Leman ga-abịa.

20*a* Inọs 1:20.
23*a* Alma 48:16.
26*a* OznỌd. 134:11.

29 Ma ugbua, dịka Moronaị
matara ebum-n'obi nke ndị
Leman, na ọ bụrịị ebum-n'obi
ha ibibi ụmụnne ha, ma-ọbụ
ijide ha ma weta ha n'ime ịbụ-
oru ka ha nwe ike ihiwe ala-eze
nye onwe ha n'ala ahụ nile;
30 Ma ya kwa ebe ọ matara
na ọ bụrịị nanị ọchịchọ nke ndị
Nifaị ichekwa ala ha nile, na
[a]ntọhapụ ha, na nzukọ-nsọ ha,
ya mere o chere na ọ bụghị
mmehie na ọ ga-echekwa ha
site n'aghụghọ-agha; ya mere ọ
chọtara site na ndị onyota-
ọgba-ama ya ụzọ ndị Leman
ga-esite.
31 Ya mere, o kewara ndị-agha
ya ma kpọfeta otu akụkụ n'ime
ndagwurugwu ahụ, ma zoo ha
n'akụkụ ọwụwa-anyanwụ, na
n'ebe ndịda nke ugwu Ripla
ahụ;
32 Ma ndị nke fọdụrụ ka o
zoro na ndagwurugwu ọdịda-
anyanwụ, n'akụkụ ọdịda-any-
anwụ nke osimiri Saịdọn, ma
otua gbada n'ime oke-ala nile
nke Mantaị.
33 Ma otu a ebe o debesịworo
ndị-agha ya dịka ọchịchọ ya siri
dị, ọ dịịrị na njikere izute ha.
34 Ma o wee ruo na ndị Leman
bịara n'akụkụ elu-elu nke ụgwụ
ahụ, ebe ụfọdụ nke ndị-agha
nke Moronaị ahụ zoro.
35 Ma dịka ndị Leman gafesị-
woro ugwu Ripla ahụ, ma bịa-
ruo n'ime ndagwurugwu ahụ,
ma malite ịgafee osimiri Saịdọn
ahụ, ndị-agha ahụ e zoro na nd-
ịda nke ugwu ahụ, nke onye
na-edu ha bụ otu nwoke aha
ya bụ [a]Lihaị, ma o duuru ndị-
agha ya gaa n'iru ma gbaa ndị
Leman gburu-gburu n'akụkụ
ọwụwa-anyanwụ n'azụ ha.
36 Ma o wee ruo na ndị
Leman, mgbe ha hụrụ ndị Nifaị
na-abịakwasị ha n'azụ ha, tụ-
gharịrị azụ ma malite na-alụ
ọgụ ha na ndị-agha nke Lihaị.
37 Ma ọrụ nke ọnwụ malitere
n'akụkụ abụọ nile, ma ọ kara
dị ịtụ-egwu n'akụkụ nke ndị
Leman, n'ihi na [a]ịgba ọtọ ha
ghere-oghe nye ọkụkụ-ihe nile
dị arọ nke ndị Nifaị ha na mma-
agha ha nile na mma-agha rọrọ-
arọ nile ha, nke wetara ọnwụ
ọfọdụrụ ntakiri ka ọ bụrụ n'ọ-
kụkụ-ihe ọbụla.
38 Ebe n'akụkụ nke ọzọ, e
nwere ugboro ugboro otu nwo-
ke ga ada n'etiti ndị Nifaị, site
na mma-agha ha nile na ntufu
ọbara, ebe ekpuchịrị ha ihe-ize-
mgbọ n'akụkụ arụ nile dị mkpa,
ma-ọbụ akụkụ ndị ka mkpa
n'arụ ebe ekpuchịrị ha site n'ọ-
kụkụ ihe nile nke ndị Leman,
jiri [a]epekele-nchekwa-obi ha nile,
ihe mkpuchi aka ha nile na epe-
kele mkpuchi-isi ha nile; ma otu
a ndị nke Nifaị gara n'iru n'ọrụ
nke ọnwụ n'etiti ndị Leman.
39 Ma o wee ruo na egwu-
mbarede bịara ndị Leman, n'ihi
nnukwu mbibi dị n'etiti ha, ọbụ-
na ruo na ha malitere ịgba-ọsọ
chee iru n'osimiri Saịdọn.
40 Ma Lihaị na ndịkom ya chụ-
rụ ha ọsọ; ma Lihaị chụbara ha
n'ime mmiri nile nke Saịdọn, ma
ha gafere mmiri nile nke Saịdọn.
Ma Lihaị dotere ndị-agha ya nile

30*a* Alma 46:12, 35.
35*a* Alma 49:16.
37*a* Alma 3:5.
38*a* Alma 44:8–9.

n'elu akụkụ osimiri Saịdọn ka
ha ghara ịgafe.
41 Ma o wee ruo na Moronaị
na ndị-agha ya zutere ndị Leman
na ndagwurugwu ahụ, n'akụ-
kụ nke ọzọ nke osimiri Saịdọn,
ma malite ịdakwasị ha na
igbu ha.
42 Ma ndị Leman gbara ọsọ
ọzọ n'iru ha, chee iru n'ala nke
Mantaị; ma ndị-agha nile nke
Moronaị zutere ha ọzọ.
43 Ugbua n'otu a ka ndị
Leman lụrụ-ọgụ karịsịa; e, ọdị-
ghị mgbe ọbụla a matara ndị
Leman lụrụ-ọgụ jiri ume na
mgbamume karịrị nnukwu otu
a, e-e, ọdịghị ọbụna site na
mmalite.
44 Ma [a]ndị Zorọm na ndị
Amalek kwalitere mụọ ha, ndị
bụ ndị-isi ọchị-agha ha na ndị
ndu, na site n'aka Zerahemna,
onye bụ onye-isi ọchị-agha ha,
ma-ọbụ onye-isi ndu ha na
onye-isi-agha; e, ha lụrụ ọgụ
dịka dragọn, ma ọtụtụ ndị Nifaị
ka e gburu site n'aka ha nile,
e, n'ihi na ha tijiri ọtụtụ epeke-
le-mkpuchi-isi ha ụzọ abụọ
ma ha dụpuru ọtụtụ epekele-
nchekwa-obi ha, ma ha gbupụ-
rụ ọtụtụ aka ha; ma otu a ndị
Leman kụrụ ha n'iwe ọkụ ha.
45 Otu o sila dị, a palitere mụọ
ndị Nifaị site na mkpasu-iwe ka
mma, n'ihi na ha anaghị [a]alụ
ọgụ maka ọchịchị-eze ma-ọbụ
ike, kama ha na-alụ ọgụ maka
ebe obibi ha na [b]ntọhapụ ha nile,
ndị nwunye ha na ụmụ ha, na
ihe ha nile, e, maka usoro nke
okpukpe-chi na nzukọ-nsọ ha.
46 Ma ha na-eme ihe ha chere
bụ [a]ọrụ nke ha ji Chineke ha
n'ụgwọ; n'ihi na Onye-nwe
agwawo ha, na kwa ndị nna ha
nile, na: [b]Ọbụrụraa na ikpe
amaghị unu maka [c]mmejọ nke
mbụ, ma-ọbụ nke abụọ, unu
agaghị ekwe onwe unu nile ka
e gbuo unu site n'aka nile nke
ndị-iro unu.
47 Ma ọzọ, Onye-nwe asịwo
na: Unu [a]ga-echekwa ezi na ụlọ
unu nile ọbụna ruo n'ịkwafu
ọbara. Ya mere n'ihi nke a ka
ndị Nifaị jiri na-alụ ọgụ ha na
ndị Leman, ichekwa onwe ha,
na ezi na ụlọ ha nile, na ala ha
nile, mba ha, na ihe nile ruru
ha, na okpukpe-chi ha.
48 Ma o wee ruo na mgbe
ndịkom nke Moronaị hụrụ ịdị-
egwu na oke iwe nke ndị
Leman, ha chọrọ ịlaghachi azụ
ma gbalaga site n'ebe ha nọ. Ma
Moronaị, ebe ọ hụrụ ebum-n'o-
bi ha, zịpụrụ ma palite mụọ ha
nile jiri echiche ndị a—e, echi-
che maka ala ha nile, ntọhapụ
ha, e, inwere-onwe site n'ịbụ-
oru.
49 Ma o wee ruo na ha tụgha-
rịrị bịakwasị ndị Leman, ma
ha jiri otu olu [a]tikuo Onye-
nwe Chineke ha, maka ntọha-
pụ ha na inwere-onwe site n'ị-
bụ-oru ha.
50 Ma ha malitere iguzo megi-
de ndị Leman n'ike; ma n'otu
oge awa ahụ nke ha tikuru

44*a* Alma 43:6.
45*a* Alma 44:5.
*b* NGAN Ntọhapụ.
46*a* NGAN Ọrụ.
*b* Alma 48:14; OznỌd. 98:33–36.
*c* 3 Nif. 3:21; OznỌd. 98:23–24.
47*a* OznỌd. 134:11.
49*a* Ọpụ. 2:23–25; Mosa. 29:20.

Onye-nwe maka inwere-onwe
ha, ndị Leman malitere ịgbafu
site n'iru ha; ma ha gbafuru
ọbụna ruo na mmiri nile nke
Saịdọn.
51 Ugbua, ndị Leman ka ọtụ-
tụ, e, site n'ikarị okpukpu-abụọ
n'ọnụ-ọgụgụ nke ndị Nifaị; otu
o sila dị, a chụrụ ha nke mere
na a chịkọtara ha ọnụ n'otu
igwe na ndagwụrụgwụ ahụ,
n'elu akụkụ osimiri Saịdọn ahụ.
52 Ya mere, ndị-agha nile nke
Moronaị gbara ha gburu-gbu-
ru, e, ọbụna n'akụkụ abụọ nke
osimiri ahụ, n'ihi na lee, n'akụ-
kụ ọwụwa-anyanwụ ka ndịkom
nke Lihaị nọ.
53 Ya mere mgbe Zerahemna
hụrụ ndịkom nke Lihaị n'akụ-
kụ ọwụwa-anyanwụ nke osimi-
ri Saịdọn ahụ, na ndị-agha nile
nke Moronaị n'akụkụ ọdịda-
anyanwụ nke osimiri Saịdọn,
na n'ihi na ndị Nifaị gbara ha
gburu-gburu ha jupụtara n'oke
egwu.
54 Ugbua Moronaị, mgbe ọ
hụrụ oke egwu ha, nyere ndị-
kom ya iwu ka ha kwụsị ịkwafu
ọbara ha.

## ISI 44

*Moronaị wee nye ndị Leman iwu ime ọgbụgba-ndụ udo ma-ọbụ e bibie ha — Zerahemna wee jụ onyinye ahụ, ma ọgụ wee malite ọzọ — Ndị-agha Moronaị wee merie ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 74 ruo 73 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na ha kwụsịrị
ma laghachị-azụ otu nzọ-ụkwụ
site n'ebe ha nọ. Ma Moronaị
sịrị Zerahemna: Lee, Zerahe-
mna, na [a]anyị achọghị ịbụ ndị
ọbara. Unu matara na unu nọ
anyị n'aka, mana anyị achọghị
igbu unu.
2 Lee, anyị apụtaghị ịlụ agha
megide unu ka anyị wee kwa-
fuo ọbara unu maka ike; ọbụ-
ghị ma anyị chọrọ iweta onye
ọbụla n'ihe nkedo nke ịbụ-oru.
Mana nke a bụ kpọm-kwem ihe
kpatara unu jiri bịa imegide
anyị, e, ma unu na-eweso anyị
iwe n'ihi okpukpe-chi anyị.
3 Mana ugbua, unu ahụwo
na Onye-nwe nọnyere anyị;
ma unu ahụwo na o nyefewo
unu n'aka anyị. Ma ugbua ọ dị
m ka unu wee ghọta na nke a ka
a na-emere anyị n'ihi okpukpe-
chi anyị na okwukwe anyị na
Kraịst. Ma ugbua unu ahụwo
na unu enweghị ike ibibi okwu-
kwe anyị a.
4 Ugbua unu ahụwo na nke a
bụ ezi-okwukwe nke Chineke;
e, unu ahụwo na Chineke ga-
akwado, ma debe, ma chekwa
anyị, ma ọbụrụraa na anyị kwe-
sịrị-ntụkwasị-obi nye ya, na nye
okwukwe anyị, na okpukpe-chi
anyị; ma ọdịghị mgbe Onye-
nwe ga-ekwe ka e bibie anyị ma
ọbụghị na anyị ga-adaba n'ime
njehie ma gọnarị okwukwe anyị.
5 Ma ugbua, Zerahemna, ana
m enye gị iwu, n'aha Chineke
ọkacha-ike ahụ, onye nyeworo
aka anyị ume na anyị enweta-
wo ike imeri unu, site n'okwu-
kwe anyị, site n'okpukpe-chi

**44** 1*a* Alma 43:45.

anyị, na site na [a]usoro nke okpukpe-chi anyị, na site na nzukọ-nsọ anyị, na site na nkwado-nsọ nke anyị ji ndị nwunye anyị na ụmụ anyị n'ụgwọ, site [b]ntọhapụ ahụ nke jikọrọ anyị na ala anyị nile na mba anyị; e, na kwa site na nkwado nke okwu nsọ nke Chineke ahụ, nke anyị ji ụgwọ añụrị anyị nile; na site n'ihe nile ndị anyị hụrụ n'anya karịsịa—

6 E, ma nke a abụghị ihe nile; ana m enye unu iwu site n'ọchịchọ nile nke unu nwere maka ndụ, ka unu nyefee anyị ngwa-ọgụ unu nile nke agha, ma anyị agaghị achọ ọbara unu, kama anyị ga-edebe ndụ unu nile, ma ọbụrụ na unu ga-agawara onwe unu ma ghara ịbịa ọzọ n'agha imegide anyị.

7 Ma ugbua, ọbụrụ na unu emeghị nke a, lee, unu nọ n'aka anyị, ma aga m enye ndịkom m iwu ka ha dakwasị unu, ma kunye mmerụ-arụ nile nke ọnwụ n'arụ unu nile, ka unu ghara ịdị kwa ọzọ; ma mgbe ahụ anyị gaahụ onye ga-enwe ike n'ebe ndị a nọ; e, anyị ga-ahụ onye a gaeweta n'ime ịbụ-oru.

8 Ma ugbua o wee ruo na mgbe Zerahemna nụworo ihe ndị a ọ bịaruru ma nyefee mma-agha ya na mma-agha rọrọ arọ ya, na ụta ya n'aka Moronaị, ma sị ya: Lee, n'ebe a ka ngwa-ọgụ anyị nile nke agha dị; anyị gaenyefe gị ha, mana anyị agaghị enye onwe anyị ohere [a]ịñụrụ unu iyi, nke anyị matara na anyị nwere ike ibibi, na kwa ụmụ anyị; mana were ngwa-ọgụ anyị nile nke agha, ma kwee ka anyị pụọ baa n'ime ọzara, ma o dịghị otu a anyị ga-ejide mma-agha anyị nile, ma anyị ga-anwụ ma-ọbụ merie.

9 Lee, anyị abụghị ndị okwukwe unu; anyị ekweghị na ọ bụ Chineke nyefere anyị n'aka unu; mana anyị kwere na ọ bụ aghụghọ unu bụ ihe chekwara unu site na mma-agha anyị nile. Lee, ọ bụ [a]epekele-nchekwa-obi unu nile na ihe-ize-mgbọ unu nile bụ ihe chekwara unu.

10 Ma ugbua mgbe Zerahemna bịaworo na ngwụcha nke ikwu okwu ndị a, Moronaị nyeghachiri Zerahemna mma-agha ahụ na ngwa-ọgụ nile nke agha, nke ọ nataworo, na-asị: Lee, anyị ga-aluru ọgụ ahụ n'isi.

11 Ugbua agaghị m akpọghachị okwu nile nke m kwuworo, ya mere dịka Onye-nwe na-adị ndụ, unu agaghị apụ ma ọbụghị na unu jiri ịñụ iyi pụọ na unu agaghị alaghachịkwute anyị ọzọ n'agha. Ugbua dịka unu nọ n'aka anyị, anyị gaakwafu ọbara unu n'ala, ma-ọbụ unu ga-ekwenye ọnọdụ nile nke m wepụtara.

12 Ma ugbua mgbe Moronaị kwuworo okwu ndị a, Zerahemna jidere mma-agha ya, ma o wesoro Moronaị iwe, ma ọ bịara n'iru n'ike ka o gbuo Moronaị; mana, ka ọ na-ewelite mma-agha ya, lee, otu n'ime ndị-agha Moronaị kụrụ ya ọbụna kụda ya n'ala, ma ọ gbajiri n'aka ya; ma ọ kụkwara

5*a* NGAN Emumensọ nile.
*b* NGAN Ntọhapụ.
8*a* NGAN Ịñụ-iyi.
9*a* Alma 43:38.

Zerahemna nke mere na o we-
pụrụ akpụkpọ-isi ya ma ọ dara
n'ala. Ma Zerahemna wezugara
onwe ya site n'iru ha baa n'etiti
ndị-agha ya nile.
13 Ma o wee ruo na onye-agha
ahụ guzoro n'akụkụ, onye kụpụ-
rụ akpụkpọ-isi nke Zerahemna,
welitere akpụkpọ-isi ahụ site
n'ala jide ya na ntụtụ-isi, ma
tụkwasị ya n'elu ọnụ mma-agha
ya, ma gbatipụrụ ha ya, na-asị
ha n'olu na-adasike:
14 Ọbụna dịka akpụkpọ-isi a
daworo n'ala, nke bụ akpụ-
kpọ-isi nke onye-isi unu, otu
ahụ ka unu ga-esi daa n'ala
ma ọbụghị na unu ga-enyepụ
ngwa-ọgụ unu nile nke agha ma
jiri ọgbụgba-ndụ nke udo pụọ.
15 Ugbua ha dị ọtụtụ, mgbe
ha nụrụ okwu nile ndị a ma
hụ akpụkpọ-isi nke dị n'elu
mma-agha ahụ, ndị nke egwụ
tụrụ; ma ọtụtụ bịaruru ma tụda
ngwa-ọgụ ha nile nke agha n'ụ-
kwụ Moronaị, ma banye n'ime
[a]ọgbụgba-ndụ nke udo. Ma ka
ha ra bụ ndị banyere n'ime
ọgbụgba-ndụ ha ka e kwere ka
ha pụọ baa n'ime ọzara ahụ.
16 Ugbua o wee ruo na oke iwe
were Zerahemna karịa, ma ọ
kpasuru ndị nke fọdụrụ na ndị-
agha ya iwe, ịlụ-ọgụ karịa megi-
de ndị Nifaị.
17 Ma ugbua Moronaị were
iwe, n'ihi ekwe-ekwe nke ndị
Leman; ya mere o nyere ndị ya
iwu ka ha dakwasị ha ma gbuo
ha. Ma o wee ruo na ha malitere
igbu ha; e, ma ndị Leman gbalịrị
jiri mma-agha ha nile na ike ha.
18 Mana lee, akpụkpọ-arụ ha
gba-ọtọ na isi ha ghere oghe ka
e ghebere-oghe nye mma-agha
dị nkọ nke ndị Nifaị, e, lee a
dupuru ma gbuo ha, e, ma ha
dara ọsọ-ọsọ karịa n'iru mma-
agha nile nke ndị Nifaị; ma a
malitere ịzada ha, ọbụna dịka
onye-agha nke Moronaị buwo-
ro n'amụma.
19 Ugbua Zerahemna, mgbe ọ
hụrụ na ọfọdụrụ nwantịntị ka e
bibie ha nile, tikusịrị Moronaị
mkpu ike, na-ekwe nkwa na ya
ga agba-ndụ na kwa ndị ya so
ha, ma ọbụrụ na ha ga-edebe
ndụ ha ndị nke fọdụrụ, na o
[a]nweghị mgbe ọzọ ha ga-abịa-
kwa ọgụ ọzọ imegide ha.
20 Ma o wee ruo na Moronaị
mere ka ọrụ nke ọnwụ kwụsị
kwa ọzọ n'etiti ndị ahụ. Ma ọ
napụrụ ndị Leman ngwa-ọgụ
nile nke agha; ma mgbe ha ba-
woro n'ime [a]ọgbụgba-ndụ nke
udo ya na ha, e kwere ka ha
pụọ baa n'ime ọzara ahụ.
21 Ugbua ọnụ-ọgụgụ nke ndị
ha nwụrụ anwụ a gụghị ya ọnụ
n'ihi nnukwu ọnụ-ọgụgụ ha; e,
ọnụ-ọgụgụ nke ndị ha nwụrụ
anwụ karịrị nnukwu, ma n'a-
kụkụ ndị Nifaị na n'akụkụ ndị
Leman.
22 Ma o wee ruo na ha tụbara
ndị ha nwụrụ-anwụ n'ime
mmiri nile nke Saịdọn, ma ha a
gaala ma e liri ha n'omimi nile
nke oke osimiri ahụ.
23 Ma ndị-agha nile nke ndị
Nifaị, ma-ọbụ nke Moronaị, la-
ghachịrị ma bịa n'ụlọ ha nile
na ala ha nile.

15*a* 1 Nif. 4:37; Alma 50:36.
19*a* Alma 47:6.
20*a* Alma 62:16–17.

24 Ma otu a ka afọ nke iri
na asatọ nke ọchịchị nke ndị-
ikpe nye ndị nke Nifaị siri
kwụsị. Ma otu a ka ihe akụkọ-
ndekọta nke Alma siri kwụsị,
nke e dekọtara n'elu epekele
nke Nifaị.

---

Nkọwasị nke ndị Nifaị, na agha ha nile na nghọtahịe nile, n'ụbọchị nile nke Hilaman, dịka akụkọ-ndekọta nke Hilaman siri dị, nke o debere n'ụbọchị ya nile.

*Mejupụtara isi 45 ruo isi 62 e tinyekọtara.*

## ISI 45

*Hilaman wee kwere n'okwu nile nke Alma—Alma wee buo-amụma mbibi nke ndị Nifaị—O wee gọzie ma bụọ ala ahụ ọnụ—E nwere ike ekuliteworịị Alma elu site na Mụọ, ọbụna dịka Moses—Nghọtahịe wee na-eto na Nzukọ-nsọ ahụ. Ihe dịka n'afọ 73 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, ugbua o wee ruo na ndị nke Nifaị nwere ọñụ karịa, n'ihi na Onye-nwe anapụtawo ha ọzọ site n'aka nile nke ndị-iro ha; ya mere ha nyere Onye-nwe Chineke ha ekele, e, ma ha [a]buru nnukwu ọnụ ma kpee nnukwu ekpere, ma ha fere Chineke jiri nnukwu ọñụ karịrị akarị.

2 Ma o wee ruo n'afọ nke iri na
iteghete nke ọchịchị nke ndị-
ikpe na-achị ndị nke Nifaị, na
Alma bịakwutere nwa ya nwo-
ke Hilaman ma sị ya: Ị kwere
n'okwu nile nke m gwara gị
gbasara [a]akụkọ-ndekọta nile nke
e debeworo?
3 Ma Hilaman sịrị ya: E, ekwe-
re m.
4 Ma Alma sịrị ọzọ: Ị kwere na
Jisus Kraịst, onye ga-abịa?
5 Ma ọ sịrị: E, ekwere m okwu
nile nke i kwuworo.
6 Ma Alma sịrị ya ọzọ: Ị
[a]ga-edebe iwu m nile?
7 Ma ọ sịrị: E, aga m edebe iwu
gị nile jiri obi m nile.
8 Mgbe ahụ Alma sịrị ya:
Ngọzi na-adịrị gị; ma Onye-nwe
ga-eme ka i [a]mee nke ọma
n'ala a.
9 Mana lee, e nwere m ihe ole
na ole [a]iburu gị amụma; mana
ihe m ga eburu gị n'amụma ị
gaghị eme ka a mata ya, ọbụna
ruo mgbe emezuworo amụma
ahụ; ya mere dee okwu nile nke
m ga-ekwu.
10 Ma ndị a bụ okwu ndị ahụ:
Lee, a hụrụ m na otu ndị nke a,
ndị Nifaị, dịka mụọ nke mkpu-
ghe nke dị n'ime m siri dị,
n'ime [a]nari afọ anọ site n'oge
nke Jisus Kraịst ga-egosịpụta
onwe ya, nye ha, ga-ala azụ
[b]n'ekweghị ekwe.
11 E, ma mgbe ahụ ka ha
ga-ahụ agha nile na ajọọ ọrịa

---

**45** 1*a* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
2*a* Alma 37:1–5; 50:38.
6*a* NGAN Iwu-nsọ nile nke Chineke; Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
8*a* 1 Nif. 4:14; Alma 48:15–16, 25.
9*a* NGAN Buo Amụma, Ibu-amụma.
10*a* 1 Nif. 12:10–15; Hil. 13:9; Mọm 8:6–7.
*b* NGAN Ngọnarị Okwukwe; Ekweghị-ekwe.

nile, e, ụnwụ nile na nkwafu-
ọbara, ọbụna wee ruo mgbe
ndị Nifaị [a]na-agaghị adị kwa
ọzọ—
12 E, ma nke a n'ihi na ha
ga-ala azụ n'ekweghị ekwe ma
daba n'ọrụ nile nke ọchịchịrị,
na [a]ọchịchọ nke anụ-arụ, na ụdị
ajọọ-omume nile dị iche iche;
e, a sị m gị, na n'ihi na ha ga-
emehie megide nnukwu ìhè na
mmụta dị otu a, e, asị m gị, na
site n'ụbọchị ahụ, ọbụna ọgbọ
nke anọ nile agaghị agafesị
tutu nnukwu ajọọ-omume nke
a ga-abịa.
13 Ma mgbe nnukwu ụbọchị
ahụ ga-abịa, lee, oge ahụ na-abịa
mgbe na-adịghị anya na ndị ahụ
nọ ugbua, ma-ọbụ mkpụrụ-afọ
nke ndị ahụ a gụnyere n'ọnụ-
ọgụgụ ugbua n'etiti ndị nke
Nifaị, [a]agaghị agụnyekwa ha
ọzọ n'etiti ndị nke Nifaị.
14 Mana onye-ọbụla nke fọdụ-
rụ, ma e bibighị ya na nnukwu
ụbọchị ahụ dị egwu, a [a]ga-agụ-
nye ya n'etiti ndị Leman, ma ga-
adị ka ha, ha nile, ma ọbụghị ole
na ole ndị a ga-akpọ ndị na-eso
ụzọ nke Onye-nwe; ma ha ka
ndị Leman ga-achụ ọbụna [b]ruo
mgbe ha na-agaghị adị kwa ọzọ.
Ma ugbua, n'ihi ajọọ-omume,
amụma a ga-emezu.
15 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Alma gwasịworo Hila-
man ihe ndị a, ọ gọziri ya, na
kwa ụmụ ya nwoke ndị ọzọ;
ma ọ gọzịkwara ala ahụ [a]n'ihi
ndị ezi-omume.
16 Ma ọ sịrị: Otu a ka Onye-
nwe Chineke kwuru—[a]ọbụbụ-
ọnụ ga-adịrị ala ahụ, e, ala nke
a, dịrị mba nile, ebo, asụsụ
na mmadụ, ruo mbibi, bụ ndị
na-eme ajọọ-omume, mgbe ha
chazuworo; ma dịka m kwu-
woro otu a ka ọ ga-adị; n'ihi na
nke a bụ ọbụbụ-ọnụ na [b]ngọzi
nke Chineke n'elu ala ahụ,
n'ihi na Onye-nwe enweghị ike
iji [c]inye-ohere kachasị-ntakịrị
lekwasị mmehie anya.
17 Ma ugbua, mgbe Alma
kwuworo okwu ndị a ọ gọziri
[a]nzukọ-nsọ ahụ, e, ndị ahụ nile
ga-anọgidesike n'okwukwe ahụ
site n'oge ahụ gaa n'iru.
18 Ma mgbe Alma meworo
nke a ọ pụrụ site n'ala nke
Zarahemla, dịka ọ na-agaba
n'ala nke Mulek. Ma o wee ruo
na a nụghịkwa ihe gbasara ya
ọzọ; ịhe gbasara ọnwụ ya ma-
ọbụ olili ya anyị amaghị ihe
gbasara ya.
19 Lee, nke a ka anyị matara,
na ọ bụ onye ezi-omume; ma
okwu a gara obodo nile na nzu-
kọ-nsọ ahụ na ekuliri ya elu site
na Mụọ, ma-ọbụ e [a]liri ya site
n'aka nke Onye-nwe, ọbụna
dịka Moses. Mana lee, akwụ-
kwọ-nsọ nile sịrị Onye-nwe
weere Moses nye onwe ya; ma
anyị were ya dịka na ọ narawo
kwa Alma n'ime mụọ, nye onwe

11*a* Jarọm 1:10; Mọm 8:2–3, 6–7.
12*a* NGAN Ọchịchọ nke Anụ Arụ.
13*a* Hil. 3:16.
14*a* Moro. 9:24.
*b* Moro. 1:1–3.
15*a* Alma 46:10; 62:40.
16*a* 2 Nif. 1:7; Alma 37:31; Ita 2:8–12.
*b* OznỌd. 130:21.
*c* OznỌd. 1:31.
17*a* NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
19*a* NGAN Ndị nile e Nwogharịrị Enwogharị.

ya; ya mere, n'ihi nke a ọ dịghị
ihe anyị matara gbasara ọnwụ
ya na olili ya.
20 Ma ugbua o wee ruo na
mmalite nke afọ iri na iteghete
nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị Nifaị, na Hilaman gaghariri
n'etiti ndị ahụ ikwusara ha
okwu ahụ.
21 N'ihi na lee, n'ihi agha ha
nile ha na ndị Leman na ọtụtụ
ntakịrị nghọtahịe nile na nso-
gbu nile nke dịworo n'etiti ndị
ahụ, ọ dị mkpa na a ga-ekwusa
[a]okwu Chineke n'etiti ha, e, ma
na a ga-eme nhazi na nzukọ-nsọ
ahụ nile.
22 Ya mere, Hilaman na ụmụn-
ne ya nwoke gara n'iru ihiwe
nzukọ-nsọ ahụ ọzọ n'ala ahụ
nile, e, n'obodo-ukwu ọbụla
n'ala ahụ nile nke ndị nke Nifaị
nwere. Ma o wee ruo na ha
họpụtara ndị nchụ-aja nile na
ndị nkuzi n'ala ahụ nile, ilekọta
nzukọ-nsọ ahụ nile.
23 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Hilaman na ụmụnne ya
nwoke họpụtasịworo ndị nchụ-
aja na ndị nkuzi ilekọta nzukọ-
nsọ ahụ nile na [a]nghọtahịe
batara n'etiti ha, ma ha achọghị
ige okwu nile nke Hilaman na
ụmụnne ya nwoke;
24 Mana ha nweworo mpako,
ebe ha buliri onwe ha elu
n'obi ha, n'ihi nnukwu [a]ụba ha
nile kariri akarị; ya mere ha
bara ụba [b]n'anya nke onwe
ha, ma ha achọghị ige ntị
n'okwu ha nile, ịgazi ije n'iru
Chineke.

ISI 46

*Amalakaịa wee gbaa izu-ọjọọ ịbụ eze—Moronaị wee welite ákàrà ntọhapụ ahụ—O wee kpọkọta ndị ahụ ọnụ ichekwa okpukpe-chi ha—Ndị kwere-ekwe n'ezi-okwu ka a kpọrọ ndị-otu-Kraịst—Ụfọdụ ndị nke Josef ka a ga-echekwa—Amalakaịa na ndị nghọtahịe wee gbaga ala nke Nifaị—Ndị na-agaghị akwado ụzọ nke inwere-onwe e gburu ha. Ihe dịka n'afọ 73 ruo 72 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na ka ha ra
na-añaghị ntị n'okwu nile nke
Hilaman na ụmụnne ya nwoke
a kpọkọtara ha ọnụ megide
ụmụnne ha nwoke.
2 Ma ugbua lee, iwe were ha
karịa, nke mere na ha kpebiri
igbu ha.
3 Ugbua onye-ndu nke ndị ahụ
iwe were megide ụmụnne ha
nwoke bụ nnukwu nwoke na
onye siri ike; ma aha ya bụ
Amalakaịa.
4 Ma Amalakaịa chọsịrịke ịbụ
eze; ma ndị ahụ iwe were
chọsịkwaraike ka ọ bụrụ eze
ha; ma ndị nke ka n'ọnụ-ọgụgụ
n'ime ha bụụrụ [a]ndị-ikpe kara
dị ala nke ala ahụ, ma ha nọọrọ
na-achọ inweta ike.
5 Ma e duruwo ha rịị site
n'otuto-erughị-n'obi nile nke
Amalakaịa, na ọbụrụ na ha ga-
akwado ya ma hiwe ya ịbụ eze
ha na ya ga-eme ha ndị ọchịchị
nye ndị ahụ.
6 Otu a Amalakaịa dufuru

21*a* Alma 31:5.
23*a* 3 Nif. 11:28–29.
24*a* NGAN Ụba Akụ.
*b* NGAN Mpako.
**46** 4*a* Mosa. 29:11, 28–29.

ha na nghọtahịe nile, na-agbanyeghị nkwusa ozi-ọma nke Hilaman na ụmụnne ya nwoke, e, na-agbanyeghị nnukwu nlekọta ha karịrị akarị na nzukọnsọ ahụ, n'ihi na ha bụ ndị isi nchụ-aja na nzukọ-nsọ ahụ.
7 Ma e nwere ọtụtụ na nzukọnsọ ahụ ndị kwere n'okwu otuto-erughị-n'obi nile nke Amalakaịa ahụ, ya mere ha nwere nghọtahịe ọbụna site na nzukọ-nsọ ahụ; ma otu a ka ihe-omume nile nke ndị Nifaị ahụ bụ ihe na-agaghị emezu ma dị egwu karịa, naagbanyeghị nnukwu [a]mmeri ha nke ha nweworo n'ebe ndị Leman nọ, na nnukwu ịñụrịọñụ ha nile nke ha nweworo n'ihi nnapụta ha site n'aka nke Onye-nwe.
8 Otu a anyị hụrụ otu ụmụ nke mmadụ si na-echefu Onye-nwe Chineke ha [a]ọsọ-ọsọ, e, otu ha sị na-eme ajọọ-omume ọsọ-ọsọ, na ka ajọọ-onye ahụ dufuo ha.
9 E, ma anyị hụkwara nnukwu [a]ajọọ-omume otu onye oke ajọọ-omume nwere ike ịkpata ka o were ọnọdụ n'etiti ụmụ nke mmadụ.
10 E, anyị hụrụ na Amalakaịa, n'ihi na ọ bụ onye nwere ụzọ aghụghọ na onye nwere ọtụtụ okwu otuto-erughị-n'obi, na o dufuru mkpụrụ-obi nke ọtụtụ mmadụ ime ajọọ-omume; e, na ịchọ ibibi nzukọ-nsọ nke Chineke ahụ, na ibibi ntọ-ala nke [a]ntọhapụ nke Chineke nyeworo ha, ma-ọbụ ngọzi nke Chineke zitaworo n'elu iru nke ala ahụ [b]n'ihi ndị ezi-omume.
11 Ma ugbua o wee ruo na mgbe Moronaị, onye bụụrụ [a]onye-isi-agha nke ndị-agha nile nke Nifaị, nụworọrịị maka nghọtahịe nile ndị a, o wesoro Amalakaịa iwe.
12 Ma o wee ruo na ọ dọwara uwe mkpuchi ya; ma o weere mpekele ya, ma dee n'elu ya— [a]Na ncheta nke Chineke anyị, okpukpe-chi anyị, na inwereonwe anyị, na udo anyị, ndị nwunye anyị, na ụmụ anyị— ma o kekwasịrị ya na ngwụcha nke otu okporo osisi.
13 Ma o kegidesịrị epekelemkpuchi-isi ya ike, na epekelenchekwa-obi ya, na ihe ize-mgbọ ya nile, ma kee ngwa-ọgụ ya n'ukwu ya; ma o weere okporoosisi ahụ, nke uwe ya ahụ ọ dowara dị na ngwụcha ya, (ma ọ kpọrọ ya àkàrá nke ntọhapụ) ma ọ kpọrọ isi n'ala, ma o kpesịrị ekpere ike nye Chineke ka ngọzi nile nke ntọhapụ dakwasị ụmụnne ya nwoke, ọbụrụraa na a ga-enwe otu ndị nke-Kraịst ga-afọdụ inwere ala ahụ—
14 N'ihi na otu a ka ndị nile kwere na Kraịst n'ezi-okwu dị, ndị bụ nke nzukọ-nsọ nke Chineke, a kpọrọ site na ndị ahụ na-abụghị nke nzukọ-nsọ ahụ.
15 Ma ndị ahụ bụ ndị nke nzukọ-nsọ ahụ kwesịrị ntụkwasị-obi; e, ndị ahụ nile bụ ndị kwere na Kraịst n'eziokwu wekwasịrị onwe ha, n'obi ụtọ, [a]aha nke Kraịst, ma-ọbụ

7*a* Alma 44:19–20.
8*a* Hil. 12:2, 4–5.
9*a* Mosa. 29:17–18.
10*a* 2 Nif. 1:7; Mosa. 29:32.
*b* 2 Nif. 1:7.
11*a* Alma 43:16–17.
12*a* Neh. 4:14; Alma 44:5.
15*a* Mosa. 5:7–9.

[b]ndị-otu Kraịst dịka a na-akpọ
ha, n'ihi okwukwe ha na Kraịst
onye ga-abịa.
16 Ma ya mere, n'oge a,
Moronaị kpere ekpere ka ụzọ
nke ndị otu-Kraịst, na inwere-
onwe nke ala ahụ bụrụ ihe a
kwadoro.
17 Ma o wee ruo na mgbe ọ
wụpụtasịworo mkpụrụ-obi ya
nye Chineke, ọ kpọrọ ala nile
ahụ nke dị na ndịda nke ala
[a]Ọtọgbọrọ-n'efu ahụ, e, ma na
mkpirisi, ala ahụ nile, ma n'elu-
elu ma na ndịda ndịda—Ala
a họpụtara, na ala nke ntọhapụ.
18 Ma ọ sịrị: N'ezie Chineke
agaghị ekwe na anyị, ndị elelịrị
elelị n'ihi na anyị wekwasịrị
onwe anyị aha nke Kraịst, a ga-
azọda ma bibie anyị, ruo mgbe
anyị ga-ewekwasị ya onwe anyị
site na njehie nile nke onwe
anyị.
19 Ma mgbe Moronaị kwuwo-
ro okwu ndị a, ọ gagharịrị n'eti-
ti ndị ahụ, na-efegharị akụkụ
a dowara adọwa nke [a]uwe ya
n'ikuku, ka mmadụ nile wee
nwe ike ịhụ ihe odide nke o dere
n'elu akụkụ ebe ahụ a dọwara
adọwa, ma na-eti n'olu dị elu,
na-asị:
20 Lee, onye ọbụla ga-akwado
akara nke a n'elu ala ahụ, ka ha
pụta n'ike nke Onye-nwe, ma
baa n'ime ọgbụgba-ndụ na ha
ga-akwado ihe nile ruru ha, na
okpukpe-chi ha, ka Onye-nwe
Chineke wee gọzie ha.
21 Ma o wee ruo na mgbe
Moronaị kwupụtasịworo okwu
ndị a, lee, ndị ahụ bịara na-agba-
kọta jiri ngwa-ọgụ ha e kere n'u-
kwu ha nile, na-adọka uwe ha
nile n'ihe aka ebe, ma-ọbụ dịka
ọgbụgba-ndụ, na ha agaghị aha-
pụ Onye-nwe Chineke ha; ma
ọbụ, n'okwu ụdị ọzọ, ọbụrụ
na ha jehie iwu-nsọ nile nke
Chineke, ma-ọbụ daba n'ime
njehie, ma [a]ihere mee ha iwe-
kwasị onwe ha aha nke Kraịst,
Onye-nwe ga-adọka ha ọbụna
dịka ha siri dọkaa uwe ha nile.
22 Ugbua nke a bụ ọgbụgba-
ndụ ahụ nke ha mere, ma ha
tụpụrụ uwe ha nile n'ụkwụ
Moronaị, na-asị: Anyị na
Chineke anyị na-agba-ndụ, na
a ga-ebibi anyị, ọbụna dịka
ụmụnne anyị nwoke nọ n'ala dị
n'elu-elu, ọbụrụ na anyị ga-
adaba n'ime njehie; e, o nwere
ike ịtụpụ anyị n'ụkwụ ndị iro
anyị, ọbụna dịka anyị tụpụworo
uwe anyị nile n'ụkwụ gị ka a
zọgide ha ụkwụ, ma ọbụrụ na
anyị ga-adaba n'ime njehie.
23 Moronaị sịrị ha: Lee, anyị bụ
ndị fọdụrụ na mkpụrụ-afọ nke
Jekọb; e, anyị bụ ndị fọdụrụ na
[a]mkpụrụ-afọ nke [b]Josef, onye
nke [c]ụmụnne ya nwoke dọwa-
ra uwe ya n'ọtụtụ mpekele; e,
ma ugbua lee, ka anyị cheta
idebe iwu-nsọ nile nke Chineke,
ma-ọbụ ụmụnne anyị nwoke
ga-adọwa uwe anyị nile ma a
tụba anyị n'ụlọ-mkpọrọ, ma-ọbụ
e ree anyị, ma-ọbụ e gbuo anyị.
24 E, ka anyị dokwa ntọhapụ

15*b* Ọlndoz. 11:26; 1 Pita 4:16.
17*a* Alma 22:30–31.
19*a* NGAN Ọkọlọtọ.
21*a* 1 Nif. 8:25–28; Mọm 8:38.
23*a* Jen. 49:22–26; 1 Nif. 5:14–15.
*b* NGAN Josef, Nwa-nwoke nke Jekọb.
*c* Jen. 37:3, 31–36.

anyị dịka ndị nke Josef [a]fọdụ-
rụ; e, ka anyị cheta okwu nile
nke Jekọb, tutu ọnwụ ya, n'ihi
na lee, ọ hụrụ na otu ụzọ nke
uwe nke Josef fọdụrụ e dokwa-
ra ya ma o reghị-ere. Ma ọ sịrị —
Ọbụna dịka e chekwawọro uwe
nwa m nwoke, otu ahụ ka a ga-
esi chekwa mkpụrụ-afọ nke nwa
m nwoke [b]fọdụrụ site n'aka nke
Chineke, ma o were ya nye
onwe ya, ebe mkpụrụ-afọ nke
Josef fọdụrụ ga-ala-n'iyi, ọbụ-
na dịka ụfọdụ nke uwe ya.
25 Ugbua lee, nke a na-enye
mkpụrụ-obi m mwute; otu o sila
dị, mkpụrụ-obi m nwere ọñụ
n'ime nwa m nwoke, n'ihi otu
ụzọ nke mkpụrụ-afọ ya ahụ nke
a ga ewegara Chineke.
26 Ugbua lee, nke a bụ asụsụ
nke Jekọb.
27 Ma ugbua onye matara ma
e nwere ike mkpụrụ-afọ nke
Josef nke fọdụrụ, nke ga-ala-
n'iyi dịka uwe ya, bụ ndị ahụ
ghọtahịere anyị? E, ma ọbụna ọ
ga-abụ anyị n'onwe anyị ma
ọbụrụ na anyị eguzosighị ike
n'okwukwe nke Kraịst.
28 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Moronaị kwuworo okwu
ndị a ọ gawara, na kwa zipụ
n'akụkụ nile nke ala ahụ ebe e
nwere nghọtahie nile, ma kpọ-
kọta ndị ahụ nile ọnụ ndị chọrọ
ichekwa ntọhapụ ha, iguzo me-
gide Amalakaịa na ndị ahụ ghọ-
tahịeworo, ndị a na-akpọ ndị
Amalakaịa.
29 Ma o wee ruo na mgbe
Amalakaịa hụrụ na ndị nke
Moronaị dị imerime karịa ndị
nke Amalakaịa — ma ọ hụkwa-
ra na ndị ya nwere obi abụọ
gbasara ikpe-ziri-ezi nke ụzọ
nke ha nakwereworo — ya mere,
ebe ọ na-atụ egwu na ya agaghị
enweta isi-okwu ahụ, ọ kpọrọ
ndị ya ndị kwere ma pụọ baa
n'ala nke Nifaị.
30 Ugbua Moronaị chere na
ọ dịghị mkpa na ndị Leman
ga-enwekwa ume ọzọ; ya mere
o chere igbabichi ndị Amalakaịa
ahụ, ma-ọbụ jide ha ma kpọ-
ghachị ha azụ, ma gbuo
Amalakaịa; e, n'ihi na ọ matara
na ọ ga-akpasu ndị Leman iwe
megide ha, ma mee ha ka ha bịa
n'ọgụ megide ha; ma nke a ka ọ
matara na Amalakaịa ga-eme ka
o wee nweta ebum-n'obi ya nile.
31 Ya mere Moronaị chere na ọ
dị mkpa na ọ ga-akpọrọ ndị-
agha ya nile, ndị kpọkọtaworo
onwe ha ọnụ, ma nye onwe ha
ngwa-agha ma baa n'ime ọgbụ-
gba-ndụ idebe udo ahụ — ma
o wee ruo na ọ kpọrọ ndị-agha
ya ma zọrọ-ije pụọ jiri ụlọ
ikwuu ya nile baa n'ime ọzara,
ịgbabichi ụzọ nke Amalakaịa
n'ime ọzara ahụ.
32 Ma o wee ruo na o mere
dịka ọchịchọ ya nile siri dị, ma
zọba ije n'ime ọzara ahụ, ma
gbabichie ndị-agha nile nke
Amalakaịa.
33 Ma o wee ruo na Amalakaịa
gbafuru ya na ntakịrị ọnụ-ọgụ-
gụ nke ndị nwoke ya, ma ndị
nke fọdụrụ e nyefere ha n'aka
nke Moronaị ma a kpọghachịrị
ha n'ala nke Zarahemla.
34 Ugbua, Moronaị ebe ọ bụ

24*a* Emọs 5:15;
3 Nif. 5:21–24; 10:17.
*b* 2 Nif. 3:5–24;
Ita 13:6–7.

nwoke ndị-isi-ikpe [a]họpụtara na
olu nke ndị ahụ, ya mere o nwe-
re ike dịka ọchịchọ ya siri dị ya
na ndị-agha nile nke Nifaị, ihi-
we na igosi ikike n'ebe ha nọ.
35 Ma o wee ruo na onye ọbụla
nke ndị Amalakaịa nke na-aga-
ghị aba n'ime ọgbụgba-ndụ
ịkwado ụzọ nke inwere onwe,
ka ha wee dokwaa ọchịchị ịnwe-
re-onwe ha, o mere ka e gbuo
ha; ma e nwere nanị ole na ole
ndị jụrụ ọgbụgba-ndụ nke inwe-
re-onwe ahụ.
36 Ma o wee ruo kwa, na o
mere ka e kelie ákàrà nke ntọha-
pụ n'ulo-elu tọwa ọbụla nke dị
n'ala ahụ nile, nke ndị Nifaị
nwere; ma otu a Moronaị kụ-
nyere ihe nlere-anya nke ntọha-
pụ n'etiti ndị Nifaị.
37 Ma ha malitere inwe udo
ọzọ n'ala ahụ; ma otu a ha
kwadoro udo ruo ọ fọdụrụ nta-
kịrị ka ọ bụrụ ngwụcha afọ iri
na iteghete nke ọchịchị nke
ndị-ikpe.
38 Ma Hilaman na [a]ndị isi
nchụ-aja nile kwadokwara uso-
ro dị na nzukọ-nsọ; e, ọbụna ruo
ohere dị afọ anọ ka ha nwere
udo na ịñụrị-ọñụ n'ime nzukọ-
nsọ ahụ.
39 Ma o wee ruo na e nwere
ọtụtụ ndị nwụrụ, [a]na-ekwesike
na Onye-nwe Jisus Kraịst gba-
pụtara mkpụrụ-obi ha nile; otu
a ha gapụrụ n'ụwa na-añụrị.
40 Ma o nwere ụfọdụ ndị
nwụrụ n'arụ ọkụ, nke n'oge ụfọ-
dụ n'afọ na-abịa ugboro-ugboro
n'ala ahụ—mana ọbụkarịghị na
arụ ọkụ, n'ihi ịdị ezi-mma nke
ụdị ọtụtụ [a]ahịhịa na mgbọrọ-
gwụ nile nke Chineke kwado-
woro iji wepụ ihe na-akpata ọrịa
nile, nke ndị mmadụ na-enwe-
ta site n'ụdị nke iru ụbọchị—
41 Mana e nwere ọtụtụ ndị
nwụrụ site n'ime okenye; ma
ndị nke nwụrụ n'ime okwukwe
nke Kraịst nwere [a]añụrị n'ime
ya, dịka anyị kwesịrị iche.

## ISI 47

*Amalakaịa wee jiri aghụghọ, igbu-mmadụ, na mgba-okpuru ịbụrụ eze ndị Leman—Ndị nghọtahie Nifaị nwere ajọọ-omume ma dị egwu karịa ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 72 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA anyị ga-alaghachị n'ime
akụkọ-ndekọta anyị nye Ama-
lakaịa na ndị ahụ sooro ya
[a]gbaba n'ime ọzara ahụ; n'ihi
na lee, ọ kpọrọwọrịị ndị ahụ
soro ya gaa, ma galite [b]n'ala nke
Nifaị, n'etiti ndị Leman, ma ọ
kpasuru ndị Leman iwe megide
ndị nke Nifaị, nke mere na eze
ndị Leman ahụ zigara ịma-ọkwa
n'akụkụ ala ya nile, n'etiti ndị
ahụ nile, ka ha kpọkọta kwa
onwe ha ọnụ ọzọ ịga ịlụ agha
megide ndị Nifaị.
2 Ma o wee ruo na mgbe ịma-
ọkwa ahụ gazuworo n'etiti ha
egwu tụrụ ha karịa; e, egwu
tụrụ ha imejọ eze ahụ, ma egwu
tụkwara ha ịga ịlụ-agha megide
ndị Nifaị eleghị-anya ha ga-atu-
fu ndụ ha nile. Ma o wee ruo na

34*a* Alma 43:16.
38*a* Alma 46:6.
39*a* Moro. 7:3, 41.
40*a* OznỌd. 89:10.
41*a* Mkpu. 14:13.
**47** 1*a* Alma 46:33.
*b* 2 Nif. 5:5–8;
Omnai 1:12–13.

ha achọghị ịga, ma-ọbụ ndị ka
n'ime ha achọghị, irube-isi nye
iwu nile nke eze ahụ.
3 Ma ugbua o wee ruo na iwe
were eze ahụ nke ukwuu n'ihi
erubeghị-isi ha; ya mere o nye-
re Amalakaịa ịchị akụkụ ndị-
agha ya nke ahụ nke ndị na-
erubere iwu ya isi, ma nye ya
iwu ka ọ gaghariạ ma kwagide
ha ibu ngwa-agha nile.
4 Ugbua lee, nke a bụ ọchịchọ
nke Amalakaịa; n'ihi ya ebe ọ bụ
onye dị nnọ aghụghọ n'ime ihe
ọjọọ ya mere o buru atụmatụ
ahụ n'obi ya ịchụda eze ndị
Leman site n'oche-eze ya.
5 Ma ugbua o nwetawo ọchịchị
nke akụkụ ndị Leman ahụ nile
ndị kwadoro eze ahụ; ma ọ chọ-
rọ irite nkwado nke ndị ahụ na-
anaghị erube-isi; ya mere ọ gara
n'iru ruo ebe ahụ a na-akpọ
[a]Onaịda, n'ihi na n'ebe ahụ ka
ndị Leman nile gbagaworo;
n'ihi na ha chọpụtara ndị-agha
ahụ ka ha na-abịa, ma ebe ha
na-eche na ha na-abịa ibibi ha,
ya mere ha gbagara Onaịda, ruo
n'ebe nke ngwa-ọgụ nile dị.
6 Ma ha ahọpụtawo otu nwo-
ke ịbụ onye-eze na onye-ndu
nye ha, ebe ha mesịworo obi ha
ike jiri mkpebi ido-anya na-aga-
ghị akwagide ha ịga megide ndị
Nifaị.
7 Ma o wee ruo na ha kpọkọta-
ra onwe ha ọnụ n'elu ugwu ahụ
nke a na-akpọ Antịpas, na-njike-
re ịga ịlụ agha.
8 Ugbua ọbụghị nzube nke
Amalakaịa inye ha agha dịka
iwu nile nke eze ahụ siri
dị; mana lee, o bụụrụ nzube ya
irite nkwado nke ndị-agha nile
nke ndị Leman, ka o wee debe
onwe ya n'isi ha ma chụda eze
ahụ n'ọchịchị ma were onwu-
nwe nke ala-eze ahụ.
9 Ma lee, o wee ruo na o mere
ndị-agha ya ka ha rụnye ụlọ
ikwuu ha nile na ndagwụrụ-
gwụ ahụ nke dịịrị na nso ugwu
Antịpas ahụ.
10 Ma o wee ruo na mgbe o
ruru abalị o zipụrụ onye-ozi nke
nzuzo n'elu ugwu Antịpas ahụ,
na-achọ ka onye-ndu nke ndị
ahụ nọ n'elu ugwu, nke aha ya
bụ Lihọntaị, ka ọ gbadata n'ala-
ala nke ugwu ahụ n'ihi na ọ
chọrọ ka ya na ya kwuo okwu.
11 Ma o wee ruo na mgbe
Lihọntaị natara ozi ahụ ọ nwa-
ghị anwa gbada n'ala-ala ugwu
ahụ. Ma o wee ruo na Amala-
kaịa zipụrụ ọzọ nke ugboro
abụọ, na-achọ ka ọ gbadata. Ma
o wee ruo na Lihọntaị achọghị;
ma o zipụrụ ọzọ nke ugbọrọ atọ.
12 Ma o wee ruo na mgbe
Amalakaịa chọpụtara na ya
enweghị ike inweta Lihọntaị ka
ọ gbadata site n'ugwu ahụ, ọ
rigoro n'elu ugwu ahụ, ọfọdụ-
rụ-ntakịrị iru ebe izu-ike Lihọn-
taị; ma o zipuru ọzọ nke ugboro
anọ ozi ya nye Lihọntaị, na-achọ
ka ọ gbadata, na ka ọ kpọrọ ndị
nche ya bịa.
13 Ma o wee ruo na mgbe
Lihọntaị gbadatakwuruworo
Amalakaịa ya na ndị nche ya
nile, na Amalakaịa chọrọ ka ọ
gbadata ya na ndị-agha ya n'oge
abalị, ma gbaa ndị nwoke ahụ

5[a] Alma 32:4.

ndị eze ahụ nyeworo ya iwu ịchịkọta gburu-gburu n'ebe izu-ike ha nile ma na ya ga-enyefe ha n'aka Lihọntaị, ma ọbụrụ na ọ ga-eme ya (Amalakaịa) onye-ndu nke abụọ n'ebe ndị-agha nile ahụ nọ.
14 Ma o wee ruo na Lihọntaị gbadatara ya na ndị nwoke ya ma gbaa ndị nwoke nke Amalakaịa gburu-gburu, otu ọ ga-abụ na tutu ha eteta n'ụtụtụ ụbọchị ahụ ndị-agha nile nke Lihọntaị agbaala ha gburu-gburu.
15 Ma o wee ruo mgbe ha hụrụ na a gbara ha gburu-gburu, ha rịọrọ Amalakaịa ka o kwere ka ha sonye ha na ụmụnne ha nwoke, ka a ghara ibibi ha. Ugbua nke a bụ nnọ ihe nke Amalakaịa chọrọ.
16 Ma o wee ruo na o nyefere ndị nwoke ya, [a]na-mmegide nye iwu nile nke eze ahụ. Ugbua nke a bụ ihe nke Amalakaịa chọrọ, ka o wee mezuo ọchịchọ ya nile n'ịchụda eze ahụ n'ọchịchị.
17 Ugbua ọ bụụrụ omenala n'etiti ndị Leman, ọbụrụ na e gbuo onye-isi ndu ha, ịhọpụta onye-ndu nke abụọ ịbụ onye-isi ndu ha.
18 Ma o wee ruo na Amalakaịa mere ka otu n'ime ụmụ-oru ya tinyere Lihọntaị nsi ntakịrị ntakịrị, nke mere ka ọ nwụọ.
19 Ugbua, mgbe Lihọntaị nwụrụ, ndị Leman họpụtara Amalakaịa ka ọ bụrụ onye-ndu ha na onye-isi-agha ha.
20 Ma o wee ruo na Amalakaịa zọọrọ ije ya na ndị-agha ya nile (n'ihi na o nwetawo ọchịchọ ya nile) ruo n'ala nke Nifaị, ruo n'obodo-ukwu nke Nifaị, nke bụ isi obodo-ukwu.
21 Ma eze ahụ gapụtara izute ya, ya na ndị nche ya nile, n'ihi na o chere na Amalakaịa emejupụtawo iwu ya nile, ma na Amalakaịa akpọkọtawo nnukwu ndị-agha ịga megide ndị Nifaị n'ịlụ agha.
22 Mana lee, dịka eze ahụ pụtara izute ya Amalakaịa mere ka ụmụ-oru ya nile garuo izute eze ahụ. Ma ha gara ma kpọọ isi ala n'iru eze ahụ, dịka n'ịsọpụrụ ya n'ihi ịdị ukwuu ya.
23 Ma o wee ruo na eze ahụ wepụtara aka ya ikulite ha, dịka omenala ndị Leman siri dị, dịka ihe aka-ebe nke udo, bụ omenala nke ha wetara site n'aka ndị Nifaị.
24 Ma o wee ruo na mgbe o kuliteworo onye nke mbụ site n'ala, lee ọ mara eze ahụ mma n'obi; ma ọ dara n'ala.
25 Ugbua ụmụ-oru nile nke eze ahụ gbafuru; ma ụmụ-oru nke Amalakaịa weliri iti mkpu, na-asị:
26 Lee, ụmụ-oru nile nke eze ahụ amawo ya mma n'obi, ma ọ dawo ma ha agbafuwo; lee, bịa ma hụ.
27 Ma o wee ruo na Amalakaịa nyere iwu na ndị-agha ya nile ga-azọrọ ije gaa ma hụ ihe meworo eze ahụ; ma mgbe ha bịaworo n'ebe ahụ, ma chọta eze ahụ ka ọ dịna n'ime ọbara ya, Amalakaịa mere dịka iwe ọ naewe ya, ma sị: Onye ọbụla hụrụ eze ahụ n'anya, ya gaa n'iru, ma

16*a* Alma 47:3.

chụọ ụmụ-oru ya nile ọsọ ka e
nwe-ike gbuo ha.
28 Ma o wee ruo na ndị nile
hụrụ eze ahụ n'anya, mgbe
ha nụrụ okwu ndị a, bịara ma
chụọ ụmụ-oru nke eze ahụ ọsọ
n'azụ.
29 Ugbua mgbe ụmụ-oru nile
nke eze ahụ hụrụ ndị-agha na-
achụ ha, egwu mberede tụrụ
ha ọzọ, ma ha gbabara n'ime
ọzara ahụ, ma bịafeta n'ala nke
Zarahemla ma sonye [a]ndị nke
Amọn.
30 Ma ndị-agha ahụ chụrụ ha
n'azụ laghachịrị, ebe ha chụwo-
ro ha n'azụ n'efu; ma otu a
Amalakaịa, site n'aghụghọ ya,
nwetara obi nile nke ndị ahụ.
31 Ma o wee ruo echi ya ọ bara
obodo-ukwu Nifaị ya na ndị-
agha ya nile, ma were onwu-
nwe nke obodo-ukwu ahụ.
32 Ma ugbua o wee ruo na
nwunye-eze ahụ, mgbe ọ nụ-
woro na e gburu eze ahụ—n'ihi
na Amalakaịa ezipụworịị onye-
ozi zigara nwunye-eze na-agwa
ya na eze ahụ ụmụ-oru ya
egbuwo ya, na ọ chụrụ ha ya na
ndị-agha ya, mana ọ bụ n'efu,
ma ha emewọrịị mgbapụ ha—
33 Ya mere, mgbe nwunye-eze
nwetara ozi nke a o zigaara
Amalakaịa ozi, na-achọ ya ka o
debe ndụ ndị obodo-ukwu
ahụ; ma ọ chọkwara ya ka ọ
batakwute ya; ma ọ chọkwara
ya ka ọ kpọrọ ndị aka-ebe ga-
eso ya ịgba-ama gbasara ọnwụ
nke eze ahụ.
34 Ma o wee ruo na Amala-
kaịa kpọọrọ otu nwa-oru ahụ
nke gburu eze ahụ, na ndị nile
ha na ya nọọrọ, ma bakwuru
nwunye-eze ahụ, ruo n'ebe nke
ọ nọdụrụ-ala; ma ha nile gbaa-
ra ya ama na eze ahụ ụmụ-oru
nke ya gburu ya; ma ha sịkwa-
ra: Ha agbafuwo; ọ bụ na nke
a ọ gbaghị ama megide ha?
Ma otu a ha doro nwunye-eze
ahụ anya gbasara ọnwụ nke
eze ahụ.
35 Ma o wee ruo na Amalakaịa
chọrọ nkwado nke nwunye-eze
ahụ, ma kpọrọ ya nye onwe ya
ka ọ bụrụ nwunye ya; ma otu a
site n'aghụghọ ya, na site n'e-
nyem-aka nke ụmụ-oru aghụ-
ghọ ya nile, o nwetara ala-eze
ahụ; e, a nakweere n'ezi-okwu
na ọ bụ eze n'akụkụ n'ala ahụ
nile, n'etiti ndị nke ndị Leman
nile, ndị nke ihe [a]mejupụtara ha
bụ ndị Leman na ndị Lemuel na
ndị Ịshmel, ndị nghọtahịe nile
nke ndị Nifaị, site n'ọchịchị nke
Nifaị gbada ruo oge ugbua.
36 Ugbua ndị [a]nghọtahịe nile
a, ebe ha nwere otu ụdị nkuzi na
otu mmụta dịka ndị Nifaị, e, ebe
a kuziworo ha n'otu [b]ọmụma-
ihe nke Onye-nwe, otu o sila dị,
ọ dị iche ịkọwa, na-adịghị-anya
ka ha mesiworo nghotahie nile
ha mesizie obi ike karịa na
[c]achọghị nchegharị, na ndị a
na-azụghị-azụ karịa, ajọọ-omu-
me na ịdị egwu karịa ndị
Leman—na-añụbazi omenala
nile nke ndị Leman; na-enye

29*a* Alma 43:11–12.
ngan Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.
35*a* Jekọb 1:13–14.
36*a* ngan Ngọnarị Okwukwe.
*b* Ndị-Hib 10:26–27; Alma 24:30.
*c* Jer. 8:12.

umengwụ ohere, na ụdị ọchịchọ
nke anụ-arụ nile dị iche iche; e,
ichefu kpam-kpam Onye-nwe
Chineke ha.

## ISI 48

*Amalakaịa wee kpasuo ndị Leman imegide ndị Nifaị—Moronaị wee kwado ndị ya ichekwa ụzọ ndị nke Kraịst—Ọ na-enwe ọṅụ na ntọhapụ na inwere-onwe ma bụrụ nwoke dị ike nke Chineke. Ihe dịka n'afọ 72 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na, ngwa-
ngwa Amalakaịa nwetaworo
ala-eze ahụ, ọ malilere ịkwalite
obi ndị Leman nile megide ndị
nke ndị Nifaị; e, ọ họpụtara
ndịkom ka ha gwa ndị Leman
okwu site n'ụlọ-elu tọwa ha nile,
megide ndị Nifaị.
2 Ma otu a ọ kwalitere obi
ha nile megide ndị Nifaị, nke
mere na n'oge ngwụcha nke afọ
nke iri na iteghete nke ọchịchị
nke ndị-ikpe, ebe o mezuworo
atụmatụ ya nile rute oge ahụ, e,
ebe e meworo ya eze nye ndị
Leman, ọ chọkwara ịchị eze
n'ala ahụ nile, e, ma ndị ahụ
nile nọ n'ala ahụ, ndị Nifaị na
kwa ndị Leman.
3 Ya mere o mezuwọrịị atụma-
tụ ya, n'ihi na o mesịwo obi ndị
Leman nile ike ma kpuo ha isi
n'echiche, ma kpasuo ha iwe,
nke mere na ọ kpọkọtawo ọtụtụ
igwe mmadụ iga n'ịlụ agha
megide ndị Nifaị.
4 N'ihi na o kpebiri, n'ihi nnu-
kwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị ya,
ịbịakwasị ndị Nifaị n'ike na iwe-
ta ha n'ime ịbụ-oru.
5 Ma otu a ọ họpụtara [a]ndị-isi
ọchị-agha nke ndị Zorọm ebe ha
bụ ndị matara maka ume ndị
Nifaị karịchaa, na ebe mgbaba
ha, na ebe nile kachasị na-
adịghị-ike nke obodo-ukwu ha
nile; ya mere ọ họpụtara ha ịbụ
ndị-isi ọchị-agha nye ndị-agha
ya nile.
6 Ma o wee ruo na ha weere
ebe izu-ike ha, ma gaa n'iru
chee-iru n'ala nke Zarahemla
n'ọzara ahụ.
7 Ugbua o wee ruo na mgbe
Amalakaịa nọworị otu a na-
enweta ike site n'aghụghọ na
nduhie, Moronaị n'aka nke ọzọ,
nọworị [a]na-akwado echiche nile
nke ndị ahụ ikwesị-ntụkwasị-
obi nye Onye-nwe Chineke ha.
8 E, ọ nọ na-agba ndị-agha nile
nke ndị Nifaị ume, na iwu ebe
siri-ike nile, ma-ọbụ ebe mgba-
ba nile; na-atụlite mgbidi-aja ebe
nile iji kpuchite ndị-agha ya
nile, na kwa iwu mgbidi nile
nke okwute iji gbachigide ha
gburu-gburu obodo-ukwu ha
nile, na oke nile nke ala ahụ;
e, gburu-gburu nile nke ala ahụ.
9 Ma na ebe ewusịrị ike ha nile
nke na-adịghị ike o debere ọnụ-
ọgụgụ kachasị nke ndị nwoke;
ma otu a o wusiri ala ahụ ike
ma nye ha agbam-ume nke ndị
Nifaị nwere.
10 Ma otu a ọ na-akwado
[a]ichekwa ntọhapụ ha, ala ha
nile, ndị nwunye ha, na ụmụ ha,
na udo ha, ma na ha ga-ebi ndụ
nye Onye-nwe Chineke ha, ma

**48** 5*a* Alma 43:6. 7*a* Alma 49:8. 10*a* Alma 46:12–13.

na ha ga-enwe ike jide ihe ahụ
nke ndị iro ha kpọrọ ụzọ nke
ndị otu-Kraịst.
11 Ma Moronaị bụụrụ nwoke
siri ike na dike; ọ bụụrụ nwoke
nke nwere [a]nghọta zuru oke; e,
nwoke nke na-enweghị mmasị
n'ịkwafu ọbara; otu nwoke nke
mkpụrụ-obi ya nwere ọñụ na
ntọhapụ na inwere onwe nke
mba ya, na ụmụnne ya site n'ị-
bụ-oru na ịgba oru;
12 E, nwoke nke obi ya jupụta-
ra na ekele nye Chineke ya, n'ihi
ọtụtụ ohere na ngọzi nile nke ọ
wụkwasịrị ndị ya; nwoke nke
rụsiri ọrụ ike karịa maka [a]ọdị-
mma na nchekwa nke ndị ya.
13 E, ma ọ bụụrụ nwoke nke
na-enweghị ịda mba n'okwu-
kwe nke Kraịst, ma ọ [a]ñụwo iyi
ichekwa ndị ya, ihe nile ruru
ya, na mba ya, na okpukpe-chi
ya, ọbụna ruo n'itufu ọbara ya.
14 Ugbua ndị Nifaị ka a kụzii-
ri ichekwa onwe ha megide ndị
iro ha, ọbụna ruo n'ịkwafu ọba-
ra ma ọbụrụ na ọ dị mkpa; e,
ma a kuzikwaara ha ka ha
[a]ghara inwe oge ha ga-akpasu
mmadụ iwe, e, na ka ha ghara
inwe mgbe ọbụla ha ga-eweli
mma-agha ma ọbụghị megide
onye iro, ma ọbụghị iji chekwa
ndụ ha.
15 Ma nke a bụụrụ okwukwe
ha, na site n'ime otu ahụ
Chineke ga-eme ka ha mee
nke ọma n'ala ahụ, ma-ọbụ n'i-
kwu ya otu ọzọ, ọbụrụ na ha
kwesịrị ntụkwasị-obi n'idebe
iwu-nsọ nile nke Chineke na
ọ ga-eme ka ha mee nke ọma
n'ala ahụ; e, dọọ ha aka na ntị
ịgbapụ, ma-ọbụ ijikere maka
agha, dịka ihe egwu ha siri dị;
16 Na kwa, na Chineke ga-
eme ka ha mata ebe ha ga-aga
ichekwa onwe ha megide ndị
iro ha, ma site n'ime otu
ahụ, Onye-nwe ga-anapụta ha;
ma nke a bụ okwukwe nke
Moronaị, ma mkpụrụ-obi ya
ñụrirị-ọñụ n'ime ya; [a]ọbụghị
n'ịkwafu ọbara kama n'ime ihe
ọma, n'ichekwa ndị ya, e, n'ide-
be iwu-nsọ nile nke Chineke, e,
na iguzogide ajọọ-omume.
17 E, n'ezie, n'ezie a sị m unu,
ọbụrụ na mmadụ nile a nọrọ-
wo, ma nọọrọ, ma ga-anọgide,
dịka Moronaị nọrọ, lee, ike ndị
ahụ nile nke ala-mụọ a gaara
eme ka ha ma jijiji ruo mgbe
nile, e, [a]ekwensu agaraghị enwe
kwa ike n'ebe mkpụrụ-obi nile
nke ụmụ nke mmadụ dị.
18 Lee, ọ bụ nwoke dị ka
Amọn, nwa-nwoke nke Mosaịa,
e, ma ọbụna ụmu-nwoke Mosaịa
ndị nke ọzọ, e, na kwa Alma na
ụmụ ya nwoke nile, n'ihi na ha
nile bụ ndị nke Chineke.
19 Ugbua lee, Hilaman na
ụmụnne ya nwoke anaghị ejere
ndị ahụ ozi dị ntakịrị karịa ka
Moronaị siri na-eje; n'ihi na ha
kwusara okwu nke Chineke, ma
ha mere ndị nile ọbụla ñara-ntị
n'okwu ha nile baptism baa na
nchegharị.
20 Ma otu a ha gagharịrị, ma

11*a* NGAN Nghọta.
12*a* NGAN Ọdịmma.
13*a* Alma 46:20–22.
14*a* Alma 43:46–47;
3 Nif. 3:20–21;
Mọm 3:10–11;
OznỌd. 98:16.
16*a* Alma 55:19.
17*a* 1 Nif. 22:26;
3 Nif. 6:15.

ndị ahụ [a]wedatara onwe ha ala
n'ihi okwu ha nile, nke mere na
ha natara [b]iru-ọma dị elu n'aka
Onye-nwe, ma otu a ha nweere
onwe ha site n'agha nile na ndọ-
rọ-ndọrọ nile n'etiti onwe ha, e,
ọbụna ruo ohere nke afọ anọ.
21 Mana dịka m kwuworo,
n'oge ikpe-azụ nke afọ nke iri
na iteghete, e, na-agbanyeghị
udo ha n'etiti onwe ha, a kwa-
gidere ha n'enweghị mmasị ha
ịlụso ụmụnne ha, ndị Leman
ọgụ.
22 E, na mkpirisi, agha ha nile
akwụsịghị mgbe ọbụla ruo ohe-
re ọtụtụ afọ ha na ndị Leman,
na-agbanyeghị nnukwu enwe-
ghị mmasị ha.
23 Ugbua, ha nwere [a]nwute
iburu ngwa-agha nile megide
ndị Leman, n'ihi na ha enweghị
mmasị n'ịkwafu ọbara; e, ma nke
a abụghị ihe nile—ha nwere
mwute ịbụ ihe e jiri ziga ọtụtụ
n'ime ụmụnne ha pụọ n'ụwa
nke a baa n'ime ụwa ebighi-ebi,
na-ejikereghị izute Chineke ha.
24 Otu o sila dị, ha enweghị
ike ikwere ịtọgbọ ndụ ha nile,
ka e gbuo [a]ndị nwunye ha na
ụmụ ha site n'obi-ọjọọ anụma-
nụ nke ndị ahụ bụtụrụla ụmụn-
ne ha, e, ma ha [b]ghọtahieworo
site na nzukọ-nsọ ha, ma hapụ-
woro ha ma gaworo ibibi ha
site n'isonye ndị Leman.
25 E, ha enweghị ike ịnagide
na ụmụnne ha ga-añụrị ọñụ
n'elu ọbara nke ndị Nifaị,
ọbụrụra na e nwere ndị kwesịrị
idebe iwu-nsọ nile nke Chineke,
n'ihi na nkwa nke Onye-nwe
bụ, ọbụrụ na ha ga-edebe iwu-
nsọ ya nile ha ga-eme nke ọma
n'ala ahụ.

## ISI 49

*Ndị Leman na-aba-ọgụ enweghị ike ịwere obodo-ukwu nile e wusị-rị-ike nke Amọnaịha na Noa—Amalakaịa wee kọchaa Chineke ma ñụọ iyi ịñụ ọbara nke Moronaị—Hilaman na ụmụnne ya nwoke gara n'iru ịgba Nzukọ-nsọ ahụ ume. Ihe dịka n'afọ 72 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo n'ọnwa
nke iri na otu n'afọ nke iri
na iteghete, n'ụbọchị nke iri
nke ọnwa ahụ, ndị-agha nile
nke ndị Leman a hụrụ ha ka
ha na-abịa chee iru n'ala nke
Amọnaịha.
2 Ma lee, e wughariwọrịị obo-
do-ukwu ahụ, ma Moronaị ede-
bewọrịị ndị-agha n'oke-ala nile
nke obodo-ukwu ahụ, ma ha
ewulitewọrịị unyi gburu-gbu-
ru ebe ahụ iji chekwa ha site
n'ụta nile na okwute nile nke
ndị Leman; n'ihi, na lee, ha
lụrụ ọgụ jiri okwute nile na arọ
nile.
3 Lee, a sịrị m na obodo-ukwu
nke [a]Amọnaịha e wughaṛịwo
ya rịị. A sị m unu e, na e wugha-
rịrị ya n'otu akụkụ; ma n'ihi
na ndị Leman ebibiwo ya otu
ugboro n'ihi ajọọ-omume nke

20*a* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*b* 1 Nif. 17:35.
23*a* OznỌd. 42:45.
24*a* Alma 46:12.
*b* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
**49** 3*a* Alma 16:2–3, 9, 11.

ndị ahụ, ha chere na ọ ga-abụkwara ha anụ-mgburi dị mfe ọzọ.
4 Mana lee, otu nnukwu enwetaghị ihe e bu n'obi ha siri dị; n'ihi na lee, ndị Nifaị egwuworịị mgba-aja gbaa onwe ha gburu-gburu nke dịịrị oke elu nke mere na ndị Leman enweghị ike ịtụ ha okwute ha nile na arọ ha nile ka ha dị ire, ọbụghị ma ha nwere ike ịbịakwasị ha ma ọbụghị site n'ebe ha si n'aba.
5 Ugbua n'oge a ndị-isi ọchịagha nile nke ndị Leman ọ tụrụ ha n'anya karịa, n'ihi amamihe nke ndị Nifaị n'ịkwado ebe nchekwa ha nile.
6 Ugbua ndị ndu nile nke ndị Leman echeworịị, n'ihi nnukwu nke ọnụ-ọgụgụ ha nile, e, ha chere na a ga-enye ha ohere ịbịakwasị ha dịka ha meworo na mbụ; e, ma ha akwadowo kwa onwe ha jiri ihe ize mgbo nile, na epekele-nchekwa-obi nile; ma ha akwadowo kwa onwe ha jiri uwe nke akpụkpọanụ nile, e, uwe dị agbidigbi nke ukwuu ikpuchi ọtọ ha.
7 Ma ebe ha jiri otu a kwado ha chere na ọ ga-adịrị ha mfe imeri ma debe ụmụnne ha n'ibu-arọ nke ịbụ-oru, ma-ọbụ tigbuo ma gbuo ha n'igwe dịka o siri masị ha.
8 Mana lee, nke kachasị tụ ha n'anya, ha nọ na [a]njikere maka ha, n'ụdị a na-enwebeghị onye matara ya n'etiti ụmụ Lihaị. Ugbua ha nọ na njikere maka ndị Leman, ịlụ agha n'ụdị nke nkuzi nile nke Moronaị.
9 Ma o wee ruo na ndị Leman, ma-ọbụ ndị Amalakaịa, ọ tụrụ ha n'anya karịa n'ụdị ha siri jikere maka agha.
10 Ugbua, ọbụrụ na Amalakaịa gbadataworo site [a]n'ala nke Nifaị, n'isi ndị-agha ya, eleghị anya ọ gara eme ndị Leman ka ha buso ndị Nifaị agha n'obodo-ukwu nke Amọnaịha; n'ihi na lee, o jighị ọbara nke ndị ya kpọrọ ihe.
11 Mana lee, Amalakaịa agbadataghị n'onwe ya idu agha ahụ. Ma lee, ndị-isi ọchị-agha ya nile anwaghị anwa ibuso ndị Nifaị agha n'obodo-ukwu Amọnaịha, n'ihi na Moronaị agbanweworịị nhazi nke ihe nile n'etiti ndị Nifaị, nke mere na ndị Leman enwetaghị ihe ha bu n'obi n'ihi ebe mgbaghachị ha ma ha enweghị ike ịbịakwasị ha.
12 Ya mere ha laghachiri azụ baa n'ime ọzara ahụ, ma were ebe izu ike ha ma zọrọ ije chee iru n'ala nke Noa, n'eche na nke ahụ ga-abụ ebe ọzọ kachasị mma nye ha ịbịa megide ndị Nifaị.
13 N'ihi na ha amataghị na Moronaị ewusịwo ike, ma-ọbụ ewuwo [a]ebe ewusịrị-ike nile nke nche, maka obodo-ukwu ọbụla gburu-gburu ala ahụ; ya mere, ha zọrọ ije gaa n'iru ruo n'ala nke Noa jiri mkpebi siri ike; e, ndị-isi ọchị-agha ha nile gapụtara n'iru ma ñụọ iyi na ha gaebibi ndị obodo-ukwu ahụ.
14 Mana lee, n'ịtụ-n'anya ha, obodo-ukwu nke Noa, nke

8*a* Alma 48:7–10.
10*a* 2 Nif. 5:8; Omnai 1:12; Alma 47:1.
13*a* Alma 48:8.

nara abụ ebe n'esighị-ike, abụ-
rụwo ugbua, site n'ọrụ Moro-
naị, ebe siri-ike, e, ọbụna
ịkarị isi-ike nke obodo-ukwu
Amọnaịha ahụ.
15 Ma ugbua, lee, nke a bụ
amamihe n'ime Moronaị; n'ihi
na o chewọrịị na a ga-eyi ha
egwu mberede n'obodo-ukwu
Amọnaịha ahụ; ma dịka obodo-
ukwu nke Noa na-abụ akụkụ
kachasị n'esighị-ike n'ala ahụ
tụtụ ugbua, ya mere ha ga-azọrọ
ije gaa n'ịlụ agha; ma otu a ka ọ
dị dịka ọchịchọ ya nile siri dị.
16 Ma lee, Moronaị ahọpụta-
wo Lihaị ịbụ onye-isi ọchị-agha
na-achị ndị nwoke nke obodo-
ukwu ahụ; ma-ọbụ [a]otu Lihaị
ahụ nke lụrụ ọgụ ya na ndị
Leman na ndagwurugwu dị
n'ọwụwa-anyanwụ nke osimiri
Saịdọn.
17 Ma ugbua lee o wee ruo,
na mgbe ndị Leman hụworo na
Lihaị na achị obodo-ukwu ahụ
ha enwetakwaghị ihe ha bu
n'obi ọzọ, n'ihi na ha na-atụ
egwu Lihaị karịchaa; otu o sila
dị ndị-isi ọchị-agha ha nile añụ-
wo iyi ibuso obodo-ukwu ahụ
agha; ya mere, ha kpọlitere ndị-
agha ha nile.
18 Ugbua lee, ndị Leman enwe-
ghị ike ịba n'ime ebe e-wusịrị-
ike nke nchekwa ha site n'ụzọ
ọzọ ma ọbụghị site n'ọnụ ụzọ
ahụ, n'ihi ịdị elu nke mgbidi
ahụ nke atụliworo elu, ma omi-
mi nke awara mmiri ahụ nke
egwuworo gburu-gburu, ma
ọbụghị site n'ụzọ ahụ.
19 Ma otu a ka ndị Nifaị jiri
jikere ibibi ndị nile ga-anwa
anwa ịrịgo ịbata ebe ewusịrị-
ike ahụ site n'ụzọ ọzọ, site n'ị-
tụfetara ha okwute nile na arọ
nile ka ọ dasa ha.
20 Otu a ha nọ na njikere, e,
otu nke ndị nwoke ha kachasịrị
sie ike, ji mma-agha ha nile na
ébè ha nile, itida ndị nile ga-
anwa anwa ịbata n'ebe nche-
kwa ha site n'ebe ụzọ ahụ; ma
otu a ka ha siri nọrọ na njikere
ichekwa onwe ha megide ndị
Leman.
21 Ma o wee ruo na ọchị-agha
nile ahụ nke ndị Leman kpọli-
tere ndị-agha ha nile n'iru ebe
ụzọ ahụ, ma malite ịlụso ndị
Nifaị agha, ịbanye n'ebe nche-
kwa ha; mana lee, a chughachị-
rị ha azụ site n'oge ruo n'oge,
nke mere na e gburu ha jiri
nnukwu ogbugbu.
22 Ugbua mgbe ha chọpụtara
na ha enweghị ike imeri ndị
Nifaị site n'ụzọ ahụ, ha malite-
re igwuda aja mgbidi ha nile ka
ha wee nweta ụzọ ruo ebe ndị-
agha ha nọ, ka ha wee nwere
ohere dị ahata-aha ịlụ ọgụ;
mana lee, na mgbalị nile ndị a,
azachapụrụ ha site n'okwute
nile na arọ nile nke a tụrụ ha;
ma karịa ikpoju ọlụlụ ha nile
site n'ịdọdata mgbidi-aja ahụ
nile n'ala, e mejupụtara ebe
ụfọdụ ha na ndị ha nwụrụ
anwụ na ndị merụrụ-arụ.
23 Otu a ndị Nifaị nwere ike
nile n'ebe ndị iro ha nọ; ma otu
a ndị Leman gbalịrị ibibi ndị
Nifaị ruo mgbe e gbuchara
ndị-isi ọchị-agha ha nile; e, ma

16*a* Alma 43:35.

karịa otu puku n'ime ndị Leman
ka e gburu; ebe ọ bụ n'aka nke
ọzọ, e nweghị otu mkpụrụ-obi
onye Nifaị e gburu.
24 E nwere ihe dịka iri-ise ndị
e merụrụ-arụ, ndị e ghewere-
oghe nye arọ nile nke ndị Leman
site n'ụzọ ahụ, manna ihe-ize-
mgbọ ha nile kpuchitere ha, na
epekele-nchekwa-obi ha nile, na
epekele mkpuchi isi ha, nke
mere na ọnya ha nile dị n'ụkwụ
ha nile, ọtụtụ n'ime nke buru
ezigbo ibu.
25 Ma o wee ruo, na mgbe ndị
Leman hụrụ na ndị-isi ọchị-
agha ha nile e gbusịwo ha, ha
gbabara n'ime ọzara ahụ. Ma
o wee ruo na ha laghachịrị
n'ala nke Nifaị, ịgwa eze ha,
Amalakaịa, onye nke bụ onye
Nifaị site n'ọmụmụ, gbasara
nnukwu ntufu ha.
26 Ma o wee ruo na o were iwe
karịa n'ebe ndị ya nọ, n'ihi na o
nwetabeghị ọchịchọ ya n'ebe
ndị Nifaị nọ; o bobeghị ha ibu-
arọ nke ịbụ-oru.
27 E, iwe were ya karịa, ma
ọ [a]kọchara Chineke, na kwa
Moronaị, [b]na-añụ iyi na ya ga-
añụ ọbara ya; ma nke a n'ihi
na Moronaị edebewo iwu-nsọ
nile nke Chineke n'ijikere maka
nchekwa nke ndị ya.
28 Ma o wee ruo, na n'aka nke
ọzọ, ndị nke Nifaị [a]kelere Onye-
nwe Chineke ha, n'ihi ike ya na-
enweghị atụ n'ịnapụta ha site
n'aka ndị iro ha nile.
29 Ma otu a ka afọ iri na
iteghete nke ọchịchị nke ndị
ikpe na-achị ndị Nifaị ahụ siri
gwụchaa.
30 E, ma e nwere udo esepụ-
ghị-aka n'etiti ha, na nnukwu
ime nke ọma karịrị akarị na
nzukọ-nsọ ahụ n'ihi ịña-ntị
ha na mgbalị ha nke ha nyere
okwu nke Chineke, nke e
kwupụtara nye ha site n'aka
Hilaman, na Shịblọn, na Ko-
riantọn, na Amọn na ụmụnne
ya nwoke, e, na site n'aka ndị
nile e chiworo-echichi site [a]n'u-
soro nsọ ahụ nke Chineke, ebe
emeworo ha baptism baa na
nchegharị, ma zipu ha ikwusa
ozi-ọma n'etiti ndị ahụ.

## ISI 50

*Moronaị wee wusie ala nile nke ndị Nifaị ike—Ha wee wuo ọtụtụ obodo-ukwu ọhụrụ—Ọtụtụ agha na mbibi wee dakwasị ndị Nifaị n'ụbọchị nile nke ajọọ-omume ha na ihe arụ nile—Moriantọn na ndị nghọtahịe ya nile Tiankọm meriri ha—Nifaịha wee nwụọ, ma nwa ya nwoke Pehoran wee nọchie oche-ikpe ahụ. Ihe dịka n'afọ 72 ruo 67 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na
Moronaị akwụsịghị ime njikere
nile maka agha, ma-ọbụ iche-
kwa ndị ya megide ndị Leman;
n'ihi na o mere ka ndị-agha ya
nile malite na mmalite nke iri
afọ abụọ nke ọchịchị nke ndị-
ikpe, ka ha wee malite igwulite
mkpomkpo aja gburu-gburu
obodo-ukwu ahụ nile, akụkụ

27*a* NGAN Ikwuhie Chineke, Nkwuhie Chineke.
*b* Ọlndoz. 23:12.
28*a* NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
30*a* Alma 43:2.

nile nke ala ahụ nke ndị Nifaị
nwere.
2 Ma n'elu mgba-aja nile ahụ
o mere na e kwesịrị inwe osisi
nile e ji ewu ụlọ, e, ọrụ nile nke
osisi e ji ewu ụlọ e wulitere elu
ruo ogologo nke mmadụ, gbu-
ru-gburu obodo-ukwu ndị ahụ
nile.
3 Ma o mere ka n'elu ọrụ nile
nke osisi e ji ewu ụlọ a ga-enwe
okporo-osisi a pịrị ka ọ na-adụ
ogwu e wukwasịrị n'osisi nile
ahụ e ji ewu ụlọ ahụ gburu-gbu-
ru; ma ha siri ike ma dị elu.
4 Ma o mere ka e wulite ụlọ-elu
tọwa ka ha na elefe ọrụ nke
okporo-osisi ahụ a pịrị-ka-ha-
na-adụ ogwu anya, ma o mere
ka e wuo ebe nchekwa nile n'elu
ụlọ-elu tọwa nile ahụ, nke mere
na okwute nile na arọ nile nke
ndị Leman enweghị ike imerụ
ha arụ.
5 Ma a kwadoro ha nke mere
na ha nwere ike ịtụ okwute nile
site n'elu ebe ahụ, dịka o siri
masị ha na ka ume ha ra, ma
gbuo onye ọbụla nwara-anwa
ịbịaru mgbidi nile nke obodo-
ukwu ahụ nso.
6 Otu a Moronaị kwadoro ebe
e wụsịrị-ike nile megide ọbịbịa
nke ndị iro ha nile, gburu-gbu-
ru obodo-ukwu ọbụla n'ala ahụ
nile.
7 Ma o wee ruo na Moronaị
mere ka ndị-agha ya nile ga-
agaba n'ime ọzara ọwụwa-
anyanwụ ahụ; e, ma ha garuru
ma chụba ndị Leman nile ndị
nọ n'ọzara ọwụwa-anyanwụ
ahụ n'ime ala nke ha nile,
nke dị na ndịda-ndịda nke ala
Zarahemla ahụ.
8 Ma ala nke Nifaị gara n'ụzọ
guzoro kwem site n'osimiri
ọwụwa-anyanwụ ruo n'ọdịda-
anyanwụ.
9 Ma o wee ruo na mgbe
Moronaị chụpụworo ndị Leman
nile site n'ọwụwa-anyanwụ nke
ọzara ahụ, nke dị n'elu-elu nke
ala nile nke ha onwe ha nwere,
o mere ka ndị bi n'ebe ahụ
ndị nọ n'ala nke Zarahemla
na n'ala ahụ gburu-gburu ga-
agaru n'ime ọzara ọwụwa-
anyanwụ, ọbụna ruo n'oke nile
n'akụkụ osimiri, ma nwere ala
ahụ.
10 Ma o debekwara ndị-agha
nile na ndịda ndịda ahụ, n'oke
nile nke ebe ha nwere, ma mee
ha ka ha wulite [a]ebe siri-ike nile
ka ha wee nwee ike ichekwa
ndị-agha ha nile na ndị ha site
n'aka nile nke ndị iro ha.
11 Ma otu a o kewapụrụ ebe
nile siri ike nke ndị Leman n'ọ-
zara ọwụwa-anyanwụ ahụ, e,
na kwa n'ọdịda anyanwụ, na-
ewusike oke ahụ dị n'etiti ndị
Nifaị na ndị Leman, n'etiti ala
nke Zarahemla na ala nke
Nifaị, site n'oke osimiri ọdịda-
anyanwụ, na-agba n'akụkụ isi
osimiri Saịdọn ahụ—ndị Nifaị
nwere ala nile dị n'elu-elu, e,
ọbụna ala nile nke dị n'elu-elu
nke ala Uju ahụ, dịka mmasị ha
siri dị.
12 Otu a Moronaị, ya na ndị-
agha ya nile, ndị na-abawanye
kwa ụbọchị n'ihi nkwa nke
nchekwa nke ọrụ ya nile wetaara

**50** 10a Alma 49:18–22.

ha, ma chọọ ibepụ ume na ike
nke ndị Leman pụọ site n'ala
nile nke onwunwe ha, ka ha
ghara inwe ike n'ala ahụ nile
nke onwunwe ha.
13 Ma o wee ruo na ndị Nifaị
malitere ntọ-ala nke otu obodo-
ukwu, ma ha kpọrọ aha obodo-
ukwu ahụ Moronaị; ma ọ dị
n'akụkụ oke osimiri ọwụwa-
anyanwụ; ma ọ dị na ndịda n'a-
kụkụ oke-ala nke ihe ọnwụnwe
nile nke ndị Leman.
14 Ma ha malitekwara ntọ-ala
maka obodo-ukwu dị n'etiti
obodo-ukwu nke Moronaị na
obodo-ukwu nke Erọn, na-
ejikọ oke-ala nile nke Erọn na
Moronaị; ma ha kpọrọ aha nke
obodo-ukwu ahụ, ma-ọbụ ala
ahụ, Nifaịha.
15 Ma ha malitekwara n'otu
afọ ahụ iwu ọtụtụ obodo-ukwu
n'ebe elu-elu, otu n'ụdị dị iche
nke ha kpọrọ Lihaị, nke dị
n'ebe elu-elu n'akụkụ oke-ala
nile nke akụkụ oke-osimiri ahụ.
16 Ma otu a ka iri afọ abụọ siri
gwụchaa.
17 Ma n'ọnọdụ ime nke ọma
nile ndị a ka ndị Nifaị nọ na
mmalite nke iri afọ abụọ na otu
nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị nke Nifaị.
18 Ma ha mere nke ọma karịa,
ma ha bara ụba karịa; e, ma ha
mụbara ma gbasie ike n'ala ahụ.
19 Ma otu a anyị hụrụ otu obi
ebere na ikpe ziri-ezi nke mme-
kọ nile nke Onye-nwe siri dị,
ruo na mmezu nke okwu ya nile
nye ụmụ nke mmadụ; e, anyị
nwere ike ịhụ na okwu ya nile a
chọpụtawo na ha bụ ezi-okwu,
ọbụna n'oge ugbua, nke ọ gwara
Lihaị, na-asị:
20 Ngọzi na-adịrị gị na ụmụ
gị; ma a ga-agọzi ha, ma ọbụrụ-
ra na ha ga-edebe iwu-nsọ m
nile ha ga-eme nke ọma n'ala
ahụ. Mana cheta, ọbụrụra na ha
agaghị edebe iwu-nsọ m nile a
[a]ga-ebepụ ha site n'ebe Onye-
nwe nọ.
21 Ma anyị hụrụ na nkwa nile
a achọpụtawo na ha bụ ezi-
okwu gosị ndị nke Nifaị; n'ihi
na ọbụrụwọrịị esem-okwu ha
nile na ndọrọ-ndọrọ ha nile, e,
igbu mmadụ ha nile, na mpụ-
narị ihe ha nile, ife-arụsị ha,
ịgba akwụna ha nile, na ihe arụ
ha nile, ndị dị n'etiti ha n'onwe
ha, nke wekwasịrị ha agha ha
nile na mbibi ha nile.
22 Ma ndị ahụ kwesịrị-ntụ-
kwasị-obi n'idebe iwu-nsọ nile
nke Onye-nwe a napụtara ha
mgbe nile, ebe ọtụtụ puku nke
ụmụnne ha ndị ajọọ-omume e
nyefewo ha na ịbụ-oru, ma-ọbụ
ịla n'iyi site na mma-agha, ma-
ọbụ ịla-azụ n'ekweghị-ekwe,
ma gwakọrịta ha na ndị Leman.
23 Mana lee ọdịghị [a]mgbe e
nwere añụrị n'etiti ndị nke
Nifaị karịa oge a, site n'ụbọchị
nile nke Nifaị, karịa n'ụbọchị
nile nke Moronaị, e, ọbụna n'oge
nke a, n'iri afọ abụọ na otu nke
ọchịchị nke ndị-ikpe.
24 Ma o wee ruo na n'iri afọ
abụọ na abụọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe gwụkwara n'udo; e, na
kwa afọ nke iri abụọ na atọ.
25 Ma o wee ruo na na mmalite

20*a* OznỌd. 1:14.
23*a* Mosa. 2:41.

nke iri afọ abụọ na anọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe, a gaara enwe kwa udo n'etiti ndị nke Nifaị ma asị na ọbụghị [a]ndọrọ-ndọrọ nke weere ọnọdụ n'etiti ha gbasara ala nke Lihaị, na ala nke Moriantọn, nke ya na oke ala nile nke Lihaị jikọtara; ndị nke ha abụọ dịcha n'oke ala nile n'ikpere mmiri ahụ.
26 N'ihi na lee, ndị nwe ala nke Moriantọn ahụ weere otu akụkụ ala nke Lihaị ahụ dịka nke ha; ya mere a malitere inwe ndọrọ-ndọrọ dị ọkụ n'etiti ha, nke mere na ndị nke Moriantọn welitere ngwa-agha nile megide ụmụnne ha, ma ha mere mkpebi site na mma-agha ahụ igbu ha.
27 Mana lee, ndị nke nwere ala nke Lihaị ahụ gbagara ebe izu-ike nke ndị Moronaị, ma rịọ ya maka enyem-aka; n'ihi na lee ha anọghị n'ezighị-ezi.
28 Ma o wee ruo na mgbe ndị nke Moriantọn, ndị a na-edu site na nwoke aha ya bụ Moriantọn, chọpụtara na ndị nke Lihaị agbababawo n'ebe izu ike nke Moronaị, ha tụrụ egwu karịrị akarị eleghị-anya ndị-agha nke Moronaị ga-abịakwasị ha ma bibie ha.
29 Ya mere, Moriantọn tinyere ya n'ime obi ha nile ka ha gbaga n'ala nke dị n'elu-elu, nke e kpuchịrị jiri ọtụtụ nnukwu mmiri, ma were onwunwe nke ala ahụ nke dị n'elu-elu.
30 Ma lee, ha gaara eburuworịị atụmatụ nke a n'ihe e mezuworo, (nke gaara abụ ihe a gaara akwa arịrị) mana lee, Moriantọn ebe ọ bụ nwoke nwere nnukwu mmetụta, ya mere o weere otu nwa-ozi ya nwa-agbọghọbịa iwe, ma ọ dakwasịrị ya ma tie ya nnukwu ihe.
31 Ma o wee ruo na ọ gbafuru, ma bịafeta n'ebe izu-ike nke Moronaị, ma gwa Moronaị ihe nile gbasara ihe ahụ, na kwa gbasara ebum-n'obi ha nile ịgbaba n'ala ahụ dị n'elu-elu.
32 Ugbua lee, ndị ahụ nọọrọ n'ala Uju ahụ, ma-ọbụ n'ụdị ọzọ Moronaị, tụrụ egwu na ha ga-aña-ntị n'okwu nile nke Moriantọn ma jikọta-ọnụ ya na ndị ya, ma otu a ọ ga-enweta onwunwe nke akụkụ ala ndị ahụ nile, nke ga-atọ ntọ-ala maka ihe ndị dị mkpa ga-eso ya n'etiti ndị nke Nifaị, e, ihe ndị na-eso ya nke ga-eduga na nkwatu nke [a]ntọhapụ ha.
33 Ya mere Moronaị zigara ndị-agha, jiri ihe izu-ike ha, ịgbabichi ndị nke Moriantọn, ka ha kwụsị mgbaba ha n'ala dị n'elu-elu.
34 Ma o wee ruo na ha agbabichighị ha ruo mgbe ha bịaruworo oke-ala nile nke ala [a]Ọtọgbọrọ n'efu; ma n'ebe ahụ ha gbabichịrị ha, n'akụkụ ụzọ mkpafa nke na-aga n'akụkụ osimiri ahụ baa n'ala dị n'elu-elu, e, n'akụkụ osimiri ahụ, na ọdịda-anyanwụ na n'ọwụwa-anyanwụ.
35 Ma o wee ruo na ndị-agha ahụ nke Moronaị zipụrụ, nke onye na-edu ha bụ otu nwoke aha ya bụ Tiankọm, gakwuru ndị nke Moriantọn; ma oke ekwe-ekwe ka ndị nke Moriantọn

25*a* NGAN Ndọrọ-ndọrọ. | 32*a* NGAN Ntọhapụ. | 34*a* Alma 46:17.

bụ, (ebe a na-akwalite mụọ ha site na ajọọ-omume ya na okwu otuto-esighị n'obi ya nile) na agha malitere n'etiti ha, n'ime nke Tiankọm gburu Moriantọn ma merie ndị-agha ya, ma kpọrọ ha ndị-mkpọrọ, ma laghachị n'ebe izu-ike nke Moronaị. Ma otu a ka iri afọ abụọ na anọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị sirị gwụchaa.

36 Ma otu a ka e siri kpọghachị ndị nke Moriantọn azụ. Ma mgbe ha gbaworo-ndụ idebe udo ahụ a kpọghachịrị ha n'ala nke Moriantọn, ma njikọta-ọnụ weere ọnọdụ n'etiti ha na ndị nke Lihaị ahụ; ma a kpọghachịkwara ha n'ala ha nile.

37 Ma o wee ruo na n'otu afọ ahụ nke e weghachiri udo nye ndị nke Nifaị, ka Nifaịha, onye-isi-ikpe nke abụọ, nwụrụ, ebe ọ nọchịworo oche-ikpe ahụ jiri ezi-okwu zuru oke n'iru Chineke.

38 Otu o sila dị, o jụworịị Alma iwere onwunwe nke akụko-ndekọta ndị ahụ enwere, ha na ihe ndị ahụ Alma na ndị nna ya ha chere na ha kachasịrị dị nsọ; ya mere Alma enyefewo ha rị nwa ya nwoke, Hilaman.

39 Lee, o wee ruo na nwa nwoke nke Nifaịha ka a họpụtara ịnọchị oche-ikpe ahụ, n'ọnọdụ nna ya; e, a họpụtara ya onye-isi-ikpe na onye-ọchịchị nye ndị ahụ, jiri ịñụ-iyi na emume dị nsọ ikpe-ikpe zịrị-ezi, na idebe udo ahụ na inwere-onwe nke ndị ahụ, na ikwenyere ha n'ohere ha nile dị nsọ ife Onyenwe Chineke ha, e, ịkwado na ichekwa ụzọ nke Chineke ụbọchị ya nile, na iweta ndị ajọọ-omume n'ikpe-ziri-ezi dịka imebiiwu ha siri dị.

40 Ugbua lee, aha ya bụ Pehoran. Ma Pehoran nọchịrị oche nke nna ya, ma malite ọchịchị ya na ngwụcha nke iri-afọ abụọ na anọ, nye ndị nke Nifaị.

## ISI 51

*Ndị ọchọ-eze ahụ wee chọọ imegharị iwu ma hiwe onye eze—Pehoran na ndị nwe-onwe-ha ka a kwadoro site n'olu nke ndị ahụ—Moronaị wee kwagide ndị ọchọ-eze ahụ ichekwa mba ha ma-ọbụ e gbuo ha—Amalakaịa na ndị Leman wee nweta ọtụtụ obodo-ukwu ndị e wusiri-ike—Tiankọm wee gbochie ịba-ọgụ ndị Leman ma gbuo Amalakaịa n'ụlọ-ịkwuu ya. Ihe dịka n'afọ 67 ruo 66 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na mmalite nke iri-afọ abụọ na ise nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị, ebe ha meworo ka udo dị n'etiti ndị nke Lihaị na ndị nke Moriantọn gbasara ala ha nile, ma ebe ha maliteworo afọ nke iri abụọ na ise n'udo;

2 Otu o sila dị, ha akwadoghị udo ahụ ogologo oge n'ala ahụ, n'ihi na a malitere inwe ndọrọndọrọ n'etiti ndị ahụ gbasara onye-isi-ikpe Pehoran; n'ihi na lee, e nwere ụfọdụ ndị nke chọrọ na akụkụ ole na ole nke iwu ahụ ekwesịrị imeghari ha.

3 Mana lee, Pehoran achọghị imeghari ma-ọbụ kwe ka e megharịa iwu ahụ; ya mere, ọ ñạghị ntị n'okwu ndị zibataworo

olu ha nile site n'arịrịọ ha nile gbasara imeghari̩ iwu ahụ.

4 Ya mere, ndị ahụ chọrọ ka e meghari̩a iwu ahụ weere ya iwe, ma chọọ ka ọ ghara ịbụkwara ha onye-isi-ikpe n'ala ahụ; ya mere e nwere ịrụ-ụka dị ọkụ gbasara ihe ahụ, mana ọbụghị ruo n'ịkwafu ọbara.

5 Ma o wee ruo na ndị ahụ chọrọ ka achụda Pehoran site n'oche-ikpe a ka a kpọrọ ndị ọchọ-eze, n'ihi na ha chọrọ ka e meghari̩a iwu ahụ n'ụdị ịchụda ọchịchị inwere-onwe ma hiwe onye-eze n'ala ahụ.

6 Ma ndị ahụ chọrọ ka Pehoran nọrọ ka onye-isi-ikpe n'ala ahụ wekwasịrị onwe ha n'aha nke ndị nwe-onwe ha; ma otu a ka nkewa siri dị n'etiti ha, n'ihi na ndị nwere-onwe ha añụwo-iyi maọbụ gbara-ndụ ichekwa ihe nile ruru ha na ohere nile nke okpukpe-chi ha site n'otu ọchịchị inwere-onwe.

7 Ma o wee ruo na ihe nke a maka ndọrọ-ndọrọ ha ka e meziri site n'olu nke ndị ahụ. Ma o wee ruo na olu nke ndị ahụ bịara na nkwado nke ndị inwere-onwe ahụ, ma Pehoran jidere oche-ikpe ahụ, nke wetara nnukwu ịñụrị-ọnụ n'etiti ụmụnne nke Pehoran na kwa ọtụtụ ndị nke ntọhapụ, ndị tinyekwara ndị ọchọ-eze ahụ n'idere juu, ha anwaghị anwa imegide kama o kwesịrị ka ha kwado ụzọ nke inwere-onwe.

8 Ugbua ndị ahụ kwadoro ndị ọchọ-eze nile bụ ndị a [a]mụrụ n'ọnọdụ di elu, ma ha chọrọ ịbụ ndị eze; ma a kwadoro ha site na ndị chọrọ ike na ikike ịchị ndị ahụ.

9 Mana lee, nke a bụ oge ọgbaaghara maka udị ndọrọ-ndọrọ dị otu ahụ ịdị n'etiti ndị nke ndị Nifaị; n'ihi na lee, Amalakaịa akwalitewo kwa obi ndị nke ndị Leman nile ọzọ megide ndị nke ndị Nifaị, ma ọ nọọrọ na-akpọkọta ndị-agha nile sitere n'akụkụ nile nke ala ya, ma na-enye ha ngwa-ọgụ, ma na-akwado maka agha jiri mgbali̩ nile; n'ihi na ọ [a]ñụwọrị iyi ịñụ ọbara nke Moronaị.

10 Mana lee, anyị ga-ahụ na nkwa nke o kwere dị aghara; otu o sila dị, o jikere onwe ya na ndị-agha ya nile ịbịa n'agha megide ndị Nifaị.

11 Ugbua ndị-agha ya nile adịghị oke nnukwu dịka ha dịịrị na mbụ, n'ihi ọtụtụ puku nile ndị e gbuworo site n'aka nke ndị Nifaị; mana na-agbanyeghị nnukwu ntufu ha, Amalakaịa akpọkọtawọrịị nnukwu ndị-agha dị egwu, nke mere na egwu atụghị ya ịgbadataru ala nke Zarahemla.

12 E, ọbụna Amalakaịa n'onwe ya gbadatara, na-mgbabichi nke ndị Leman. Ma-ọbụ n'iri afọ abụọ na ise nke ọchịchị nke ndịikpe; ma-ọbụ n'otu oge ahụ nke ha maliteworo idozi ihe gbasara ndọrọ-ndọrọ ha nile gbasara onye-isi-ikpe Pehoran ahụ.

13 Ma o wee ruo na mgbe ndị nwoke ahụ a kpọrọ ndị ọchọ-eze nuworọrịị na ndị Leman naagbadata n'agha megide ha,

**51** 8*a* NGAN Mpako.

9*a* Alma 49:26–27.

ha nwere obi-ụtọ n'obi ha nile; ma ha jụrụ iwelite ngwa-ọgụ nile, n'ihi na ha were oke iwe megide onye-isi-ikpe ahụ, na kwa ha na [a]ndị nke ntọhapụ ahụ, na ha agaghị ewelite ngwa-agha nile n'ichekwa mba ha.
14 Ma o wee ruo na mgbe Moronaị hụrụ ihe nke a, ma hụkwa na ndị Leman na-abata n'ime oke nile nke ala ahụ, o were iwe karịa n'ihi ekwe-ekwe nke ndị ahụ ya na ha rụworo ọrụ jiri oke nnukwu mgbalị iji chekwaa; e, o were iwe karịa; mkpuru-obi ya jupụtara n'iwe megide ha.
15 Ma o wee ruo na o zigara akwụkwọ arịrịọ, jiri olu nke ndị ahụ, ruo onye-ọchịchị nke ala ahụ, na-achọ ka ọ gụọ ya, ma nye ya (Moronaị) ike iji kwagide ndị nghọtahịe nile ahụ ichekwa mba ha ma-ọbụ igbu ha.
16 N'ihi na ọ bụ ihe mbụ na ihe o jiri kpọrọ ihe ịkwusị ndọrọ-ndọrọ nile na nghọtahịe nile n'etiti ndị ahụ; n'ihi na lee, nke a abụrụwọrịị ihe kpatara mbibi ha nile. Ma o wee ruo na e kwere ya dịka olu ndị ahụ siri dị.
17 Ma o wee ruo na Moronaị nyere iwu ka ndị-agha ya gaa megide ndị ọchọ-eze ahụ, ịdọdata mpako ha na ịbụ ndị ama-ama ha ma mee ka ha na ala hara, ma-ọbụ ha ga-ewelite ngwa-ọgụ ma kwado ụzọ nke ntọhapụ.
18 Ma o wee ruo na ndị-agha nile zọrọ-ije gaa imegide ha; ma ha dọdara mpako ha na ịbụ ndị ama-ama ha, nke mere na mgbe ha welitere ngwa-ọgụ ha nile nke agha ịlụ ọgụ megide ndị nke Moronaị e gbuturu ha ma mee ka ha na ala hara.
19 Ma o wee ruo na e nwere puku anọ n'ime [a]ndị nghọtahịe ahụ ndị e gbuturu site na mma-agha ahụ; ma ndị nke bụ ndị ndu ha nile ndị a na-egbụghị n'agha a kpọrọ ha tukpuo n'ụlọ mkpọrọ, n'ihi na e nweghị oge maka ikpe ha ikpe na mgbe nke a.
20 Ma ụfọdụ n'ime ndị nghọtahịe ahụ, kama ka a kụda ha n'ala site na mma-agha ahụ, nyefere onwe ha n'usoro nke ntọhapụ, ma a kwagidere ha iwelite [a]ákàrà nke ntọhapụ n'elu ụlọ-elu tọwa ha nile, ma n'obodo-ukwu ha nile, ma welite ngwa-agha nile n'ichekwa mba ha.
21 Ma otu a Moronaị wetara ndị ọchọ-eze ahụ na ngwụcha, na enweghị kwa onye ọbụla na-aza aha nke ndị-eze; ma otu a o wetara ekwe-ekwe na mpako nke ndị ahụ na-ekwupụta na ha nwere ọbara ndị ama-ama na ngwụcha; mana e wedatara ha inwe obi umeala dịka ụmụnne ha, na ịlụ-ọgụ dịka dike maka inwere-onwe ha site n'ịbụ-oru.
22 Lee, o wee ruo na dịka [a]Moronaị nọ na-ewepụ agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile n'etiti ndị nke onwe ya, na ịkwagide ha ibi n'udo na ịbụ ndị a zụrụ-azụ, na ime iwu nile ijikere

13*a* Alma 46:10–16.
19*a* Alma 60:16.
20*a* Alma 46:12–13.
22*a* NGAN Onye Ọchị-agha Moronaị.

maka agha megide ndị Leman,
lee, ndị Leman abatawọrịị n'ala
nke Moronaị, nke dị n'oke-ala
nile dị n'akụkụ oke osimiri ahụ.
23 Ma o wee ruo na ndị Nifaị
esighị-ike zuru-ezu n'obodo-
ukwu nke Moronaị; ya mere
Amalakaịa chụghachịrị ha, ebe
ha gburu ọtụtụ. Ma o wee ruo
na Amalakaịa were ọnwụnwe
nke obodo-ukwu ahụ, e, onwu-
nwe nke ebe nile e wusịrị-ike ha.
24 Ma ndị ahụ gbapụrụ site
n'obodo-ukwu nke Moronaị ahụ
bịaruru obodo-ukwu nke Nifaị-
ha; na kwa ndị nke obodo-ukwu
Lihaị ahụ kpọkọtara onwe ha
ọnụ, ma mee nkwadobe nile
ma nọrọ na njikere ịnabata ndị
Leman n'agha.
25 Mana o wee ruo na Amala-
kaịa ekweghị ka ndị Leman
gaa megide obodo-ukwu nke
ndị Nifaịha n'agha, kama debe
ha n'ala n'akụkụ oke osimiri
ahụ, na-ahapụ ndị nwoke n'o-
bodo-ukwu ọbụla ịkwado na
ichekwa ya.
26 Ma otu a ọ gara n'iru,
na-ewere onwunwe nke ọtụtụ
obodo-ukwu, obodo-ukwu nke
Nifaịha, na obodo-ukwu nke
Lihaị, na obodo-ukwu nke
Moriantọn, na obodo-ukwu nke
Ọmna, na obodo-ukwu nke Gịd,
na obodo-ukwu nke Miulek,
nke ha nile dị n'oke-ala nile nke
akụkụ ọwụwa-anyanwụ n'akụ-
kụ oke osimiri ahụ.
27 Ma otu a ka ndị Leman sị-
woro nweta, site na aghụghọ
nke Amalakaịa, ọtụtụ obodo-
ukwu nile, site usuu agụtaghị-
ọnụ ha nile, nke ha nile e wusịrị
ha ike n'ụdị [a]mwusi-ike nke
Moronaị; nke ha nile ghọrọ ebe
siri-ike nile nye ndị Leman.
28 Ma o wee ruo na ha zọrọ-ije
ruo n'oke-ala nile nke ala Uju
ahụ, na-achụpụ ndị Nifaị nọ
n'iru ha ma na-egbu ọtụtụ.
29 Mana o wee ruo na Tiankọm
zutere ha, onye [a]gbuworo
Moriantọn ma gbabichiwo ndị
ya na mgbafu ya.
30 Ma o wee ruo na o gbabichị-
kwara Amalakaịa, ka ọ na azọ-
ije na-aga ya na nnukwu ọtụtụ
ndị-agha ka o wee were onwu-
nwe ala nke Uju, na kwa ala nke
dị n'elu-elu.
31 Mana lee o zutere enweta-
ghị-ihe-e-chere site na Tiankọm
ịchụghachị ya na ndị ya azụ,
n'ihi na ha bụụrụ ndị nnukwu
ọlụ agha; n'ihi na nwoke Tian-
kọm ọbụla karịrị ndị nke Leman
n'ume ha na kwa na nka ịlụ-
agha, nke mere na ha ritara uru
n'ebe ndị Leman nọ.
32 Ma o wee ruo na ha nyere
ha nsogbu, nke mere na ha gbu-
ru ha ọbụna wee ruo mgbe ọchị-
chịrị gbara. Ma o wee ruo na
Tiankọm na ndị ya rụnyere ụlọ-
ịkwuu ha nile n'oke-ala nile nke
ala Uju ahụ; ma Amalakaịa rụ-
nyere ụlọ-ịkwuu ya nile n'oke-
ala nile nke akụkụ-mmiri ahụ dị
n'ikpere-mmiri, ma n'ụdị a ka e
siri chụọ ha.
33 Ma o wee ruo na mgbe abalị
bịaworo, Tiankọm na nwa-oru
ya zupụrụ ma pụọ n'abalị, ma
gaba n'ebe izu-ike nke Amala-
kaịa; ma lee, ụra akawo ha ike

27*a* Alma 48:8–9.
29*a* Alma 50:35.

n'ihi oke ike ọgwụgwụ ha, nke ihe kpatara ya bụ ọrụ ha nile na okpom-ọkụ nke ụbọchị ahụ.
34 Ma o wee ruo na Tiankọm zupụrụ na nzụzọ baa n'ụlọ-ịkwuu nke eze ahụ, ma tinye ube-dị-mfe n'obi ya; ma ọ kpatara ọnwụ eze ahụ otu mgbe ahụ nke mere na o meteghị ụmụ-oru ya.
35 Ma ọ laghachịrị ọzọ na nzụzọ ruo n'ebe izu-ike nke ya, ma lee, ndị nwoke ya nọ n'ụra, ma o metere ha ma gwa ha ihe nile nke o meworo.
36 Ma o mere ka ndị-agha ya nile guzoro na njikere, na-eleghị anya ndị Leman etetawo ma ga-abịakwasị ha.
37 Ma otu a ka iri afọ abụọ na ise nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị siri gwụsịa; ma otu a ka ụbọchị nile nke Amalakaịa siri gwụsịa.

## ISI 52

*Amorọn wee nọchịe Amalakaịa dịka eze ndị Leman—Moronaị, Tiankọm, na Lihaị wee duo ndị Nifaị n'agha mmeri megide ndị Leman—Obodo-ukwu nke Miulek e weghachiri ya, ma Jekọb onye nke Zorọm e gburu ya. Ihe dịka n'afọ 66 ruo 64 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua, o wee ruo n'afọ nke irị abụọ na isii nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị, lee, mgbe ndị Leman tetara n'ụtụtụ nke mbụ nke ọnwa mbụ, lee, ha chọpụtara na Amalakaịa anwụwo n'ime ụlọ ịkwụ ya; ma ha hụkwara na Tiankọm nọ na njikere inye ha agha n'ụbọchị ahụ.
2 Ma ugbua, mgbe ndị Leman hụrụ nke a egwu mberede tụrụ ha; ma ha hapụrụ atụmatụ ha n'ịzọba-ije n'ala dị n'elu-elu, ma laghachị ha na ndị-agha ha nile baa n'obodo-ukwu nke Miulek, ma chọọ nchekwa na ebe ewusịrị-ike ha nile.
3 Ma o wee ruo na nwanne nwoke nke Amalakaịa ka a họpụtara ibu eze na-achị ndị ahụ; ma aha ya bụ Amorọn; otu a eze Amorọn, nwanne-nwoke nke eze Amalakaịa, a họpụtara ya ịchị n'ọnọdụ ya.
4 Ma o wee ruo na o nyere iwu na ndị ya ga-echekwa obodo-ukwu ndị ahụ nile, nke ha wereworo site n'ịkwafu ọbara; n'ihi na ha ewerebeghị obodo-ukwu ọbụla ma ọbụghị na ha tufuworo nnukwu ọbara.
5 Ma ugbua, Tiankọm hụrụ na ndị Leman mere mkpebi ichekwa obodo-ukwu ndị ahụ ha wereworo, na akụkụ ala ndị ahụ nile nke ha wereworo n'onwunwe nke ha; na kwa ebe ha hụrụ ka nnukwu ọnụ-ọgụgụ ha siri dị, Tiankọm chere na ọdịghị mkpa na ya ga-anwa-anwa buso ha agha n'ebe ha nile ewusiri-ike.
6 Mana o debere ndị nwoke ya gburu-gburu, dịka n'ime njikere nile maka agha; e, ma n'ezi-okwu ọ nọ na-ejikere ichekwa onwe ya megide ha, site [a]n'iwulite mgbidi gburu-gburu na ịkwado ebe nile nke nchekwa.

**52** 6*a* Alma 50:1–6; 53:3–5.

7 Ma o wee ruo na ọ nọ otu a na-ejikere maka agha ruo mgbe Moronaị zigaworo nnukwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị nwoke iji gbaa ndị-agha ya ume.
8 Ma Moronaị zigakwara ya iwu nile ka o debe ndị-mkpọrọ nile ndị nke dabatara n'aka ya; n'ihi na dịka ndị Leman kpọrọworo ọtụtụ ndị-mkpọrọ, ka o nwe ike debe ndị-mkpọrọ nile nke ndị Leman dịka ịkwụ ụgwọ maka ndị ahụ ndị nke Leman kpọrọworo.
9 Ma o zigakwara ya iwu nile ka o nwe ike ịwụsị ala nke Uju ahụ ike, ma chekwa [a]ụzọ ahụ dị mkpafa nke dubara n'ala ahụ dị n'elu-elu, adịghị ama ama ndị Leman ga-enweta ebe ahụ ma nwe ike nye ha nsogbu n'akụkụ nile.
10 Ma Moronaị zigakwara ya ozi, na-achọ ya ka o kwesi ntụkwasị-obi n'ichekwa akụkụ ala ebe ahụ, ma na ọ ga-achọ ohere-ọma ọbụla iti ndị Leman ihe n'akụkụ ahụ, dịka o siri nwe ike, na eleghị-anya ka o nwee ike iwerekwa ọzọ site n'aghụghọ agha ma-ọbụ ụzọ ndị ọzọ obodo-ukwu nile nke a napụworọrịị site n'aka ha; ma na ọ ga-ewusikwa ike ma gbaa ume obodo-ukwu nile ndị ahụ dị ya gburu-gburu, ndị nke na-adababeghị n'aka nke ndị Leman.
11 Ma sị kwa ya, aga m abịakwute gị, mana lee, ndị Leman abịakwasịwo anyị n'oke ala ahụ nile n'akụkụ osimiri ọdịda-anyanwụ ahụ; ma lee, ana m a ga-ibuso ha agha n'iwe, ya mere agaghị m abịakwute gị.
12 Ugbua, eze ahụ (Amorọn) apụwọrịị site n'ala nke Zarahemla ahụ, ma o mewo ka nwunye-eze mata gbasara ọnwụ nke nwanne ya nwoke, ma ọ kpọkọtawọrịị nnukwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị nwoke, ma ọ zọrọwo ije gaa imegide ndị Nifaị n'oke ala nile dị n'akụkụ osimiri ọdịda-anyanwụ.
13 Ma otu a ọ nọ na-achọ inye ndị Nifaị nsogbu, na ịdọfeta otu akụkụ ndị-agha ha n'akụkụ ala ebe ahụ, ebe o nyeworo ndị ahụ ọ hapụworo inwere obodo-ukwu ndị ahụ o wereworo iwu, na ha kwesịkwara inye ndị Nifaị nsogbu n'oke-ala nile dị n'akụkụ osimiri ọwụwa-anyanwụ, ma ha kwesịrị iwere onwunwe nke ala ha nile dịka ike ha ha, dịka ike nke agha ha siri dị.
14 Ma otu a ka ndị Nifaị siri nọrọ n'ọnọdụ nile ndị ahụ dị egwu na ngwụcha afọ nke iri abụọ na isii nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị.
15 Mana lee, o wee ruo n'afọ nke iri abụọ na asaa nke ọchịchị nke ndị-ikpe, na Tiankọm, site n'iwu nke Moronaị — onye hiweworo ndị-agha nile ichekwa akụkụ ndịda-ndịda na n'oke-ala ebe ọdịda-anyanwụ nke ala ahụ, ma ọ malitewo ịzọ-ije ya chee iru n'ala Uju ahụ, ka o wee nyere Tiankọm aka ya na ndịkom ya n'ịnataghachị obodo-ukwu nile ahụ nke ha tufuworo —
16 Ma o wee ruo na Tiankọm anatawo iwu nile ibusokwasị

9[a] Alma 22:32; Mọm 2:29.

obodo-ukwu nke Miulek agha, ma naghachị ya ma ọbụrụ na ọ ga-ekwe mee.

17 Ma o wee ruo na Tiankọm mere njikere nile iji busokwasị obodo-ukwu nke Miulek agha, ma zọpụ ije ya na ndị-agha ya megide ndị Leman; ma ọ hụrụ na ọ gaghị ekwe mee na ya ga-aka ha ike mgbe ha nọ n'ebe e wusịrị-ike ha nile; ya mere ọ hapụrụ atụmatụ ya nile ma laghachị ọzọ n'obodo-ukwu nke Uju, ichere ọbịbịa nke Moronaị, ka o wee nwetara ndị-agha ya ume.

18 Ma o wee ruo na Moronaị bịaruru ya na ndị-agha ya n'ala nke Uju ahụ, na ọgwụgwụ nke iri afọ abụọ na asaa nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị.

19 Mana mmalite nke iri afọ abụọ na asatọ, Moronaị na Tiankọm na ọtụtụ n'ime ndị-isi ọchị-agha nile nwere nzukọ nke agha—ihe ha kwesịrị ime ga-akpatara ndị Leman ipụta bịa megide ha n'agha, ma-ọbụ ka ha nwe ike site n'ụzọ ụfọdụ too ha otuto erughị n'obi ịpụta site n'ebe ha nile siri-ike ka ha wee nwe ike rita uru karịa ha ma were kwa obodo-ukwu nke Miulek ahụ ọzọ.

20 Ma o wee ruo na ha zigaara ndị-agha nke ndị Leman ndị-ozi, nke chekwara obodo-ukwu nke Miulek, nye onye-ndu ha, onye nke aha ya bụ Jekọb, na-achọ ya ka ọ pụta ya na ndị-agha ya nile izute ha n'ala nile dị larịị n'etiti obodo-ukwu abụọ ahụ. Mana lee, Jekọb, onye bụ onye nke Zorọm; achọghị ịpụta ya na ndị-agha ya izute ha n'ala nile ahụ dị larịị.

21 Ma o wee ruo na Moronaị, na-enweghị olile-anya nke izute ha n'ọnọdụ ahata-aha nile, ya mere, o kpebiri n'otu atụmatụ na ya nwere ike isiri ndị Leman ọnya ịpụta site n'ebe ha nile siri ike.

22 Ya mere o mere ka Tiankọm kpọrọ ntakịrị ọnụ-ọgụgụ nke ndịkom ma zọda-ije na nso akụkụ osimiri ahụ; ma Moronaị na ndị-agha ya, n'abalị, zọrọ-ije n'ime ọzara ahụ, n'akụkụ ọdịda-anyanwụ nke obodo-ukwu Miulek; ma otu a, n'echi ya, ndị nche nke ndị Leman achọpụtawọrị Tiankọm, ha gbara ọsọ ma gwa ya Jekọb, onye-ndu ha.

23 Ma o wee ruo na ndị-agha nile nke ndị Leman zọrọ-ije gaa imegide Tiankọm, na-eche site n'ọnụ-ọgụgụ ha imeri Tiankọm n'ihi ntakịrị nke ọnụ-ọgụgụ ya nile. Ma dịka Tiankọm hụrụ ndị-agha nile nke ndị Leman ka ha na-apụta imegide ya o malitere ịlaghachi azụ na-agbada n'akụkụ osimiri ahụ, na elu-elu.

24 Ma o wee ruo na mgbe ndị Leman hụrụ na ọ malitere ịgba ọsọ, ha nwere mgbam-ume ma chụọ ha n'ike. Ma mgbe Tiankọm ka na-edupụ ndị Leman ndị na-achụ ha n'efu, lee, Moronaị nyere iwu na otu akụkụ nke ndị-agha ya ndị ya na ha nọ kwesịrị ịzọga ije n'ime obodo-ukwu ahụ, ma were onwunwe nke ya.

25 Ma otu a ka ha mere, ma gbuo ndị nile a hapụworo

ichekwa obodo-ukwu ahụ, e,
ndị nile ahụ na-achọghị inyepụ
ngwa-ọgụ ha nile nke agha.
26 Ma otu a Moronaị enweta-
wo onwunwe nke obodo-ukwu
Miulek ya na ụfọdụ ndị-agha
ya, ebe o zọrọ ije ya na ndị nke
fọdụrụ izute ndị Leman mgbe
ha kwesịrị ilaghachị site n'ichụ
Tiankọm.
27 Ma o wee ruo na ndị
Leman chụrụ Tiankọm ruo
mgbe ha bịaruru nso obodo-
ukwu Uju, ma Lihaị na ntakịrị
ndị-agha zutere ha, ndị a hapụ-
woro ichekwa obodo-ukwu
Uju ahụ.
28 Ma ugbua lee, mgbe ndị-isi
ọchị-agha nile nke ndị Leman
hụworo Lihaị ya na ndị-agha
na-abịa imegide ha, ha gbafuru
na nnukwu ọgba-aghara, eleghị-
anya mgbe ụfọdụ ha agaghị
enweta obodo-ukwu Miulek
ahụ tutu Lihaị ga-achụfe ha;
n'ihi na ike agwụwo ha n'ihi
ịzọ-ije ha, ma ndịkom nke Lihaị
dị ọhụrụ.
29 Ugbua ndị Leman amata-
ghị na Moronaị nọ rị n'azụ ha,
ya na ndị-agha ya; ma ihe nile
na-atụ ha egwu bụ Lihaị na
ndịkom ya.
30 Ugbua Lihaị achọghị ịchụ-
fe ha ruo mgbe ha ga-ezute
Moronaị na ndị-agha ya.
31 Ma o wee ruo na tutu ndị
Leman alaghachị-azụ ebe tere
anya, ndị Nifaị gbara ha gburu-
gburu, site na ndịkom nke
Moronaị n'otu aka, na ndịkom
nke Lihaị na nke ọzọ, ndị nke
ha nile dị ọhụrụ ma jupụta
n'ume; mana ndị Leman ike
gwụrụ ha n'ihi ogologo ịzọ-ije.
32 Ma Moronaị nyere ndịkom
ya iwu ka ha dakwasị ha ruo
mgbe ha nyepụworo ngwa-ọgụ
ha nile nke agha.
33 Ma o wee ruo na Jekọb, ebe
ọ bụ onye-ndu ha, ebe ọ bụ kwa
[a]onye nke Zorọm, na ebe o
nwere mụọ a na-anaghị emeri-
emeri, o duru ndị Leman gaa
n'agha jiri iwe dị egwu karịa
megide Moronaị.
34 Moronaị ebe ọ nọ n'ụzọ nke
ịzọ-ije ha, ya mere Jekọb kpebi-
ri igbu ha ma gbuo ụzọ gafee
ruo obodo-ukwu nke Miulek.
Mana lee, Moronaị na ndị ya
kara sie ike; ya mere ha enye-
ghị efe n'iru ndị Leman.
35 Ma o wee ruo na ha lụrụ
agha n'aka abụọ jiri iwe dị
egwu karịa; ma e nwere ọtụtụ
ndị e gburu n'aka abụọ abụọ; e,
ma Moronaị e merụrụ ya arụ
ma Jekọb e gburu ya.
36 Ma Lihaị kwagidere ha n'a-
zụ jiri ụdị iwe dị egwu ya na
ndịkom ya siri ike, nke mere na
ndị Leman nọ n'azụ nyefere
ngwa-ọgụ ha nile nke agha; ma
ndị fọdụrụ n'ime ha, ebe ọ gba-
gwọjuru ha anya nke ukwuu,
amataghị ma ha ga-ala ma-ọbụ
ịkụwa ihe.
37 Ugbua Moronaị ebe ọ hụrụ
mgbagwọju-anya ha, ọ sịrị ha:
Ọbụrụ na unu ga-ewepụta
ngwa-ọgụ unu nile nke agha ma
nyepụ ha, lee anyị ga-akwụsị
ịkwafu ọbara unu.
38 Ma o wee ruo na mgbe
ndị Leman nụworo okwu ndị

33*a* Alma 31:12.

a nile, ndị-isi ọchị-agha ha nile,
ndị nile ahụ a na-egbughị, bịa-
ruru ma tụda ngwa-ọgụ ha nile
nke agha n'ụkwụ Moronaị, ma
nye kwa ndịkom ha iwu ka ha
mee otu aka ahụ.
39 Mana lee, e nwere ọtụtụ na-
ekweghị; ma ndị ahụ na-ekwe-
ghị inyepụ mma agha ha nile a
kpọrọ ha ma kee ha, ma ngwa-
ọgụ ha nile nke agha a napụrụ
ha ya, ma a kwagidere ha ịzọ-ije
ha na ụmụnne ha nwoke garuo
n'ala Uju ahụ.
40 Ma ugbua ọnụ-ọgụgụ nke
ndị-mkpọrọ ndị a kpọọrọ karịrị
ọnụ-ọgụgụ nke ndị e gbuworo,
e, karịa ndị e gbuworo n'aka
abụọ.

## ISI 53

*Ndị-mkpọrọ nke ndị Leman ka e jiri wusie obodo-ukwu Uju ahụ ike—Nghọtahịe nile dị n'etiti ndị Nifaị kpatara mmeri nile nke ndị Leman meriri—Hilaman wee were ọchịchị nke ụmụ okorọbịa puku abụọ bụ ụmụ nwoke nke ndị nke Amọn. Ihe dịka n'afọ 64 ruo 63 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na ha doziri ndị
nche na-eche ndị-mkpọrọ nke
ndị Leman ahụ nile, ma kwagi-
de ha ka ha gaa n'iru ma lie ndị
ha nwụrụ-anwụ, e, na kwa ndị
nwụrụ-anwụ nke ndị Nifaị ndị
e gburu egbu; ma Moronaị de-
beere ha ndịkom iche ha nche
mgbe ha na-arụ ọrụ ha nile.
2 Ma Moronaị gara n'obodo-
ukwu nke Miulek ya na Lihaị,
ma were ọchịchị nke obodo-
ukwu ahụ ma nye ya Lihaị.
Ugbua lee, Lihaị a bụụrụ nwo-
ke onye ya na Moronaị nọworo
n'oge kachasị nke agha ya
nile; ma ọ bụụrụ nwoke [a]dịka
Moronaị, ma ha ñụrịrị-ọñụ
n'enweghị mmerụ-arụ nke
onye ọbụla n'ime ha; e, ha
hụrịtara onwe ha n'anya, na
kwa ndị nke Nifaị nile hụrụ
ha n'anya.
3 Ma o wee ruo na mgbe ndị
Leman lichasịworo ndị ha nwụ-
rụ-anwụ na kwa ndị Nifaị nwụ-
rụ anwụ, a zọghachịrị ha ije azụ
baa n'ala Uju ahụ; ma Tiankọm,
site n'iwu nke Moronaị, mere ka
ha malite ịrụ ọrụ n'igwu ọlụlụ
gburu-gburu ala ahụ, ma-ọbụ
obodo-ukwu Uju ahụ.
4 Ma o mere ka ha wuo [a]mgbi-
di nke osisi n'ime-ime akụkụ
nke ọlụlụ ahụ; ma ha tuliri ihe
ndị ruru inyi site n'ọlụlụ ahụ
tugide mgbidi nke osisi ahụ;
ma otu a, ha mere ka ndị Leman
rụsie ọrụ ike ruo mgbe ha gba-
woro obodo-ukwu nke Uju ahụ
gburu-gburu jiri mgbidi siri ike
nke osisi na aja, ruo elu karịrị
akarị.
5 Ma obodo-ukwu nke a bụrụ-
ziri ebe e wusiri ike sikarịrị ike
mgbe e mesịrị; ma n'obodo-
ukwu a ha chekwara ndị-mkpọ-
rọ nke ndị Leman ahụ; e, ọbụna
jiri mgbidi nke ha meworo ka
ha jiri aka ha n'onwe ha wuo.
Ugbua Moronaị a kwagidere ya
ime ka ndị Leman rụsie ọrụ
ike; n'ihi na ọ dị mfe ichekwa
ha mgbe ha nọ n'ọrụ ha; ma ọ

**53** 2*a* Alma 48:16–17.
4*a* Alma 50:2–3.

chọrọ ndị-agha ya nile mgbe ọ
ga-ebuso ndị Leman agha.
6 Ma o wee ruo na Moronaị
ejiwo otu a nweta mmeri n'ebe
ndị kachasị ike nke ndị-agha
ndị Leman nọ, ma o nwetawo
onwunwe nke obodo-ukwu nke
Miulek, nke bụ otu n'ime ebe
ewusịrị ike nke ndị Leman n'ala
nke Nifaị; ma otu a o wuwo-
kwarịị ebe siri ike iji debe ndị-
mkpọrọ ya nile.
7 Ma o wee ruo na ọ nwaghị
kwa anwa ọzọ ịlụ agha ya na
ndị Leman n'afọ ahụ, ma o wee-
re ndịkom ya n'ọrụ ijikere maka
agha, e, ma n'ime mwusike nile
iji chekwa ha megide ndị Leman,
e, na kwa ịnapụta ndịnyom ha
na ụmụ ha site n'ụnwụ na
mkpagbu, na iweta nri maka
ndị-agha ha nile.
8 Ma ugbua o wee ruo na ndị-
agha nile nke ndị Leman, nọ
n'osimiri ọdịda-anyanwụ, ndị-
da-ndịda, ebe Moronaị na-anọ-
ghị ya maka atụmatụ nzuzo
ụfọdụ dị n'etiti ndị Nifaị, nke
butere nghọtahịe nile n'etiti ha,
enwetawo uru n'ebe ndị Nifaị
nọ, e, nke mere na ha e nwetawo
onwunwe nke ọnụ ọgụgụ nke
obodo-ukwu ha nile n'akụkụ
ala ahụ.
9 Ma otu a n'ihi ajọọ-omume
dị n'etiti ha n'onwe ha, e, n'ihi
nghọtahịe nile na mgba okpuru
dị n'etiti ha e debere ha n'ọnọ-
dụ nile kachasịrị ịdị egwu.
10 Ma ugbua lee, e nwere m
ihe ole na ole m ga-ekwu gba-
sara [a]ndị nke Amọn, ndị nke
na mmalite, bụụrụ ndị Leman;
mana site na Amọn na ụmụnne
ya nwoke, ma-ọbụ n'ụdị ọzọ si-
te n'ike na okwu nke Chineke,
[b]agbanwewo harịị nye Onye-
nwe; ma e wedatawo harịị n'ala
nke Zarahemla, ma site n'oge ahụ
ndị Nifaị ahụ na-echekwa ha.
11 Ma n'ihi ọñụñụ-iyi ha e
gbọchịwo ha iwelite ngwa-ọgụ
nile megide ụmụnne ha nwo-
ke; n'ihi na ha añụwo iyi na ha
enweghịkwa ike [a]mgbe ọbụla
ịkwafu ọbara ọzọ; ma dịka
ọñụñụ-iyi ha siri dị ha gaara
ala-n'iyi; e, ha gaara ahapụ
onwe ha ịdaba n'aka nke ụmụn-
ne ha nwoke, ma ọbụghị maka
obi ebere na ịhụ-n'anya karịrị
akarị nke Amọn na ụmụnne ya
nwoke nwewororịị n'ebe ha nọ.
12 Ma n'ihi nke a e wedatara
ha n'ime ala nke Zarahemla; ma
ndị Nifaị ka na-[a]echekwa ha site
n'oge ahụ.
13 Ma na o wee ruo na mgbe
ha hụrụ ihe egwu dị ya, na ọtụ-
tụ ahụhụ nile na mkpagbu nile
nke ndị Nifaị na-ahụrụ ha, ọmi-
ko juru ha obi ma ha [a]chọrọ iwe-
lite ngwa-agha nile n'ichekwa
mba ha.
14 Mana lee, dịka ha na-achọ
iwere ngwa-ọgụ ha nile nke
agha, Hilaman na ụmụnne ya
nwoke kara ha ike site n'ime ka
ha kwenye, n'ihi na ọ fọdụrụ
ntakịrị ka ha [a]mebie [b]ọñụñụ-iyi
ahụ nke ha ñụworo.
15 Ma Hilaman tụrụ egwu
eleghị-anya site n'ime otu ahụ
ha ga-atufu mkpụrụ-obi ha nile;

10*a* Alma 27:24–26.
*b* Alma 23:8–13.
11*a* Alma 24:17–19.
12*a* Alma 27:23.
13*a* Alma 56:7.
14*a* Ọnọgụ. 30:2.
*b* NGAN Ịñụ-iyi.

ya mere ndị nile ahụ baworo n'ime ọgbụgba-ndụ nke a, a kwagidere ha ile ụmụnne ha nwoke anya ịta ahụhụ gafee mkpagbu ha nile, n'ọnọdụ ha nile dị egwu n'oge a.
16 Mana lee, o wee ruo ha nwere ọtụtụ ụmụ nwoke, ndị na-ababeghị n'ime ọgbụgba-ndụ ọbụla na ha agaghị ewere ngwa-ọgụ ha nile nke agha ichekwa onwe ha n'ebe ndị iro ha nọ; ya mere ha kpọkọtara onwe ha ọnụ n'oge nke a, ka ha ra bụ ndị nwere ike iwelite ngwa-ọgụ nile, ma ha kpọrọ onwe ha ndị nke Nifaị.
17 Ma ha baa n'ime ọgbụgba-ndụ ịlụ ọgụ maka ntọhapụ nke ndị Nifaị, e, ichekwa ala ahụ ruo n'ịtọgbọ ndụ ha nile n'ala; e, ọbụna ha gbara-ndụ na ha enweghị ike ịhapụ [a]ntọhapụ ha mgbe ọbụla, mana ha ga-alụ ọgụ n'ụdị nile ichekwa ndị Nifaị na onwe ha site n'ịbụ-oru.
18 Ugbua lee, ha dị puku abụọ nke ụmụ-okorọbịa ahụ, ndị baworo n'ime ọgbụgba-ndụ nke a ma were ngwa-ọgụ ha nile nke agha ichekwa mba ha.
19 Ma ugbua lee, otu ọbụ na ha abụtụbeghị nsụ-ahịa nye ndị nke Nifaị, ugbua ha a bụrụla n'oge nke a kwa nnukwu nkwado; n'ihi na ha weere ngwa-ọgụ ha nile nke agha, ma ha chọrọ ka Hilaman bụrụ onye-ndu ha.
20 Ma ha nile bụ ụmụ okorọbịa, ma ha bụ dike karịa maka [a]mgbamume, na kwa n'ume na ịrụ ọrụ; mana lee, nke a abụghị ihe nile — ha bụụrụ ndịkom ndị kwesịrị [b]ntụkwasị-obi mgbe nile n'ihe ọbụla e tinyere ha n'aka.
21 E, ha bụụrụ ndịkom kwesịrị ntụkwasị-obi na ndị anya-udo, n'ihi na a kuziworo ha idebe iwu-nsọ nile nke Chineke na [a]igazi-ije n'iru ya.
22 Ma ugbua o wee ruo na Hilaman zọrọ-ije n'idu [a]ụmụ-okorọbịa ndị-agha ya dị puku abụọ, na nkwado nke ndị ahụ bi n'oke ala nile ndịda ndịda n'akụkụ oke osimiri ọdịda anyanwụ.
23 Ma otu a ka iri afọ abụọ na asatọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị siri gwụchaa.

## ISI 54

*Amorọn na Moronaị wee kwuzie maka ịgbanwe ndị-mkpọrọ nile — Moronaị wee rịọ ka ndị Leman laghachị-azụ ma kwụsị ibuso-agha igbu mmadụ ha nile — Amorọn wee chọọ ka ndị Nifaị tọgbọ ngwa-agha ha nile ma nọrọzie n'okpuru ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 63 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mmalite nke iri afọ abụọ na iteghete nke ndị-ikpe, na [a]Amorọn zigara Moronaị ozi na-achọ ka o wee gbanwe ndị-mkpọrọ nile.
2 Ma o wee ruo na o metụrụ Moronaị ịñụrị-ọñụ karịa n'arịrịọ nke a, n'ihi na ọ chọrọ ihe ndị ahụ e wetara nke e nyere maka nkwado nke ndị-mkpọrọ nke ndị

17*a* Alma 56:47.
NGAN Ntọhapụ.
20*a* NGAN Agbamume, Mgbamume.
*b* NGAN Izu-oke.
21*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
22*a* Alma 56:3–5.
**54** 1*a* Alma 52:3.

Leman maka nkwado nke ndị
nke ya; ma ọ chọkwara ndị nke
ya maka ịgba ndị-agha ya ume.
3 Ugbua ndị Leman akpọrọwo
ọtụtụ ndịnyom na ụmụ-ntakịrị,
ma e nweghị nwanyị ọbụla ma-
ọbụ nwata n'etiti ndị-mkpọrọ
nile nke Moronaị, ma-ọbụ ndị-
mkpọrọ Moronaị kpọrọworọ;
ya mere Moronaị kpebiri n'ụzọ
aghụghọ inweta ndị-mkpọrọ nke
ndị Nifaị ole ọbụla o nwere ike
site n'aka ndị Leman.
4 Ya mere ọ dere akwụkwọ-
ozi, ma ziga ya site n'aka nwa-
oru nke Amorọn, otu onye ahụ
nke wetaworo Moronaị akwụ-
kwọ-ozi. Ugbua ndị a bụ okwu
ndị ahụ o degaara Amorọn,
na-asị:
5 Lee, Amorọn, edegaworo
m gị ihe ole na ole gbasara
agha nke a nke ịlụworo megide
ndị m, ma-ọbụ n'ụzọ ọzọ nile
[a]nwanne gị nwoke lụworo
megide ha, na nke ị ka kpebị-
kwara ime ka ọ gaa n'iru mgbe
ọ nwụworo.
6 Lee, aga m agwa gị ihe ole na
ole gbasara [a]ikpe-ziri-ezi nke
Chineke, na mma-agha ji ike nile
nke oke-iwe ya, nke koro n'ofe-
isi unu ma ọbụghị na unu che-
ghariri ma dughachị ndị-agha
nile unu n'ime ala nile nke onwe
unu, ma-ọbụ ala nile nke onwu-
nwe unu nile, nke bụ ala nke
Nifaị.
7 E, aga m agwa gị ihe ndị a
ma ọbụrụ na ị nwere ike ịña ha
ntị; e, aga m agwa gị gbasara
[a]ala-mụọ ahụ dị egwu nke
na-eche ịnabata ụdị [b]ndị ogbu-
mmadụ nile dịka gị na nwanne
gị nwoke bụworo, ma ọbụghị
na i chegharịrị ma kpọghachi
ebum-n'obi igbu-mmadụ gị
nile, ma laghachi gị na ndị-agha
gị nile n'ala nke aka unu nile.
8 Mana dịka unu jụworo ihe
ndị a otu ugboro, ma unu alụwo
ọgụ megide ndị nke Onye-nwe,
ọbụna otu ahụ e nwere m ike
ịtụ-anya na unu ga-eme ya ọzọ.
9 Ma ugbua lee, anyị nọ na
njikere ịnabata unu; e, ma ma-
ọbụghị na unu wepụrụ ebum-
n'obi nile unu, lee unu ga-adọ-
data oke-iwe nke Chineke ahụ
onye unu jụworo ịdakwasị unu,
ọbụna ruo mbibichasị unu.
10 Mana, dịka Onye-nwe na-
adị ndụ, ndị-agha anyị nile ga-
abịakwasị unu ma ọbụghị na
unu laghachiri-azụ, ma a ga-ele-
ta unu jiri ọnwụ n'oge na-adịghị
anya, n'ihi na anyị ga-edebe
obodo-ukwu anyị nile na ala
anyị nile; e, ma anyị ga-eche-
kwa okpukpe-chi anyị na ụzọ
nke Chineke anyị.
11 Mana lee, e chere m na a na
m agwa gị okwu gbasara ihe
nile ndị a n'efu; ma-ọbụ e chere
m na ị bụ [a]nwa nke ala-mụọ; ya
mere aga m emechi akwụkwọ-
ozi m site n'ịgwa gị na-agaghị
m agbanwe ndị-mkpọrọ, ma-
ọbụghị n'ọnọdụ na Ị ga-enyepu
otu nwoke na nwunye ya na
ụmụ ya, maka otu onye-mkpọ-
rọ; ọbụrụ na nke a bụrụ otu ọ
ga-adị na i ga-eme ya, aga m
agbanwe.

5*a* Alma 48:1.
6*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
7*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Alma 47:18, 22–24.
NGAN Igbu-mmadụ.
11*a* Jọn 8:42–44.

12 Ma lee, ọbụrụ na imeghị nke a, aga m abịa imegide unu mụ na ndị-agha m nile; e, ọbụna aga m enye ndịnyom m na ụmụntakịrị m ngwa-agha, ma aga m abịa imegide unu, ma aga m eso unu ọbụna ruo n'ala nke aka unu, nke bụ ala nke [a]nketa mbụ anyị; e, ma ọ ga-abụ ọbara maka ọbara, e, ndụ maka ndụ; ma aga m enye unu agha ruo mgbe e bibiri unu site n'elu iru nke ụwa.

13 Lee, anọ m n'oke iwe m, na kwa ndị m; unu achọwo igbu anyị, ma anyị achọwo nanị ichekwa onwe anyị. Mana lee, ọbụrụ na unu chọrọ ibibi anyị karịa anyị ga-achọ ibibi unu; e, ma anyị ga-achọ ala anyị, ala nke nketa mbụ anyị.

14 Ugbua ana m emechi akwụkwọ-ozi m. Abụ m Moronaị; abụ m otu onye-ndu nke ndị nke ndị Nifaị.

15 Ugbua o wee ruo na Amorọn, mgbe ọ nataworo akwụkwọ-ozi a, were iwe; ma o dere akwụkwọ-ozi ọzọ nye Moronaị, ma ndị a bụ okwu nile nke o dere, na-asị:

16 Abụ m Amorọn, eze nke ndị Leman; abụ m nwanne-nwoke nke Amalakaịa onye unu [a]gbuworo. Lee, aga m abọkwasị unu ọbọ ọbara ya, e, ma aga m abịakwasị unu mụ na ndị-agha m nile n'ihi na anaghị m atụ-egwu mmaja gị nile.

17 N'ihi na lee, ndị nna unu nile mejọrọ ụmụnne ha nwoke, nke mere na ha zunara ha [a]ihe ruru ha nke ọchịchị mgbe ọ bụ nke ha n'ezi-okwu.

18 Ma ugbua lee, ọbụrụ na unu ga-atọgbọ ngwa-ọgụ unu n'ala, ma nyefee onwe unu ka ndị ọchịchị bụ nke ha n'ezi-okwu chịa unu, mgbe ahụ ka m ga-eme ka ndị m tọgbọ ngwa-ọgụ ha nile n'ala ma anyị agaghị alụ agha ọzọ.

19 Lee, i kupụtawo n'ume ọtụtụ mmaja nile megide mụ na ndị m; mana lee, anyị anaghị atụ-egwu mmaja gị nile.

20 Otu o sila dị, aga m ekwe ịgbanwe ndị-mkpọrọ nile dịka arịrịọ gị siri dị, n'ịñụri-ọñụ, na m ga-edozi nri m maka ndị nwoke nke agha m; ma anyị ga-alụ agha nke ga-adị ruo mgbe ebighi-ebi, ma-ọbụ n'idebe ndị nke Nifaị n'okpuru nke ikike anyị ma-ọbụ ruo na adịghị kwa ọzọ ha.

21 Ma dịka gbasara Chineke ahụ onye ị sị na anyị jụrụ, lee, anyị amataghị onye dị otu ahụ; ọbụghị ma unu matara; mana ọ bụrụ na o nwere onye dị otu ahụ, anyị amataghị kama na o mewo anyị na kwa unu.

22 Ma ọ bụrụ na e nwere ekwensu na ala-mụọ, lee ọ gaghị eziga unu n'ebe ahụ ka unu biri unu na nwanne m nwoke onye unu gbuworo, onye unu tụrụ ero na ọ gawo n'ụdị ebe ahụ? Mana lee ihe ndị a nile adịghị ihe ha mere.

23 Abụ m Amorọn, na onye si n'agbụrụ nke [a]Zorọm, onye ndị nna unu kwagidere ma kpọpụta site na Jerusalem.

24 Ma lee ugbua, abụ m onye Leman na-enweghị egwu; lee,

12*a* 2 Nif. 5:5–8.
16*a* Alma 51:34.
17*a* 2 Nif. 5:1–4; Mosa. 10:12–17.
23*a* 1 Nif. 4:31–35.

agha nke a a lụrụ ya ịbọ ọbọ
mmejọ nile e mejọrọ ha, na iche-
kwa na inweta ihe nile ruru ha
n'ọchịchị; ma e mechie m akwụ-
kwọ-ozi nye Moronaị.

## ISI 55

*Moronaị wee jụ ịgbanwe ndị-mkpọrọ—Ndị nche nke ndị Leman a ghọgburu ha ịṅụbiga mmanya oke, ma ndị-mkpọrọ nke ndị Nifaị e mere ka ha nwere onwe ha—Obodo-ukwu nke Gịd e weere ya na-enweghị nkwafu-ọbara. Ihe dịka n'afọ 63 ruo 62 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na mgbe
Moronaị nataworo akwụkwọ-
ozi nke a iwe were ya karịa, n'ihi
na ọ matara na Amorọn matara
nke ọma maka [a]aghụghọ ya; e, ọ
matara na Amorọn matara na ọ
bụghị ụzọ zịrị-ezi bụ ihe kpata-
ra ya ibuso ndị nke Nifaị agha.
2 Ma ọ sịrị: Lee, agaghị m
agbanwe ndị-mkpọrọ mụ na
Amorọn ma ọbụghị na ọ ga-
ewepụ ebum-n'obi ya, dịka m
deworo n'akwụkwọ-ozi m; n'ihi
na-agaghị m ekwenyere ya na ọ
ga-enwe ike ọzọ karịa nke o
nwetaworo.
3 Lee, ama m ebe ndị Leman
nọ na-echebe ndị m ha kpọrọ-
woro na mkpọrọ; ma ebe ọ bụ
na Amorọn agaghị ekwenyere
m ihe m dere n'akwụkwọ-ozi m,
lee, aga m enye ya dịka okwu m
nile siri dị; e, aga m achọ ọnwụ
n'etiti ha ruo mgbe ha ga-arịọ
maka udo.
4 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Moronaị kwuworo okwu ndị a,
o mere ka e mee ọchịchọ n'etiti
ndị ya, na eleghị anya o nwere
ike ịchọta otu nwoke onye sị na
agbụrụ nke Leman n'etiti ha.
5 Ma o wee ruo na ha hụrụ otu
onye aha ya bụ Leman; ma ọ
bụụrụ [a]otu n'ime ụmụ-oru nile
nke eze ahụ Amalakaịa gburu.
6 Ugbua Moronaị mere ka
Leman na ntakịrị ọnụ-ọgụgụ
nke ndị ya ga-agakwuru ndị
nche nile ahụ na-eche ndị Nifaị.
7 Ugbua ndị Nifaị ahụ a
na-eche ha n'obodo-ukwu nke
Gịd; ya mere Moronaị họpụtara
Leman ma mee ka ntakịrị ọnụ-
ọgụgụ nke ndị ya soro ya gaa.
8 Ma mgbe o ruru anyasị
Leman gakwuru ndị nche ahụ
nile ndị na-eche ndị Nifaị, ma
lee, ha hụrụ ya ka ọ na-abịa ma
ha kpọrọ ya; mana ọ sịrị ha: atụ-
la egwu; lee, abụ m onye nke
Leman. Lee, anyị agbapụtawo
site n'aka ndị Nifaị, ma ha na-
arahụ ụra; ma lee anyị ewerewo
ụfọdụ mmanya ha ma weta ya.
9 Ugbua mgbe ndị nke Leman
nụrụ okwu nile ndị a ha naba-
tara ya n'ọṅụ; ma ha sịrị ya:
Nyetụ anyị mmanya gị, ka anyị
ṅụọ; obi dị anyị ụtọ na i siri otu
a weta mmanya n'ihi na ike
gwụrụ anyị.
10 Mana Leman sịrị ha: Ka
anyị debe mmanya anyị ruo
mgbe anyị ga-agakwuru ndị
Nifaị ịlụso ha agha. Mana ikwu
nke a nanị mere ka ha chọsie
ike ịṅụ mmanya ahụ;
11 N'ihi na, ha sịrị: Ike gwụru
anyị, ya mere ka anyị ṅụọ

**55** 1*a* Alma 47:12–35. 5*a* Alma 47:29.

mmanya ahụ, ma emesịa anyị
ga-enweta mmanya maka oke
anyị nile, nke ga-agba anyị ume
ịga megide ndị Nifaị.
12 Ma Leman sịrị ha: Unu nwe-
re ike ime dịka unu siri chọọ.
13 Ma o wee ruo na ha ñụrụ
mmanya ahụ otu ha siri chọọ;
ma ọ tọrọ ha ụtọ, ya mere ha
ñụrụ ya otu ha siri chọọ karịa;
ma o siri ike, ebe a kwadoro ya
inwe ume.
14 Ma o wee ruo ha ñụrụ ma
nwee obi ụtọ, ma e mesịa mma-
nya na-egbu ha.
15 Ma ugbua mgbe Leman na
ndịkom ya hụrụ na mmanya
na-egbu ha nile, ma ha nọọrọ
n'ụra dị omimi, ha laghachị-
kwuru Moronaị ma gwa ya ihe
nile meworo.
16 Ma ugbua nke a bụ dịka
atụmatụ Moronaị siri dị. Ma
Moronaị akwadosịwọrịị ndịkom
ya jiri ngwa-ọgụ nile; ma ọ gara
n'obodo-ukwu Gịd, mgbe ndị
nke Leman nọ n'ụra dị omimi
ma ha ñubigara mmanya-oke,
ma tụfee ngwa-ọgụ nile nke
agha nye ndị-mkpọrọ nile, nke
mere na ha nile ji ngwa-ọgụ;
17 E, ọbụna nye ndịnyom ha,
na ụmụ ha ndị ahụ nile, ka ha ra
bụ ndị nwere ike iji ngwa-ọgụ,
mgbe Moronaị nyesịworo ndị-
mkpọrọ nile ahụ ngwa-ọgụ nile;
ma ihe nile ndị ahụ ka e mere na
nnukwu ịda juu.
18 Mana ọbụrụ na ha metewo-
ro ndị Leman n'ụra, lee ha ñụbi-
gara mmanya oke ma ndị Nifaị
gaara egbuwo ha rịị.
19 Mana lee, nke a abụghị
ọchịchọ nke Moronaị; o nweghị
mmasị n'igbu-mmadụ ma [a]ọbụ
ịkwafu ọbara, kama o nwere
mmasị na nzọpụta nke ndị ya
site na mbibi; ma n'ihi nke a ọ
gaghị ewetara onwe ya ikpe
na-ezighị-ezi, ọ gaghị adakwa-
sị ndị Leman ma bibie ha n'ịñụ-
bịga mmanya-oke ha.
20 Mana o nwetawo ọchịchọ
ya nile; n'ihi na o nyewo ndị-
mkpọrọ nke ndị Nifaị ahụ nile
nọ n'ime mgbidi nke obodo-
ukwu ahụ ngwa-agha, ma o
nyewo ha ike inweta onwunwe
nke akụkụ nile ndị ahụ dị n'ime
mgbidi nile ahụ.
21 Ma mgbe ahụ o mere ka
ndịkom ahụ ya na ha nọ lagha-
chị otu nzọ-ụkwụ site n'ebe ha
nọ, ma gbaa ndị-agha nke ndị
Leman gburu-gburu.
22 Ugbua lee nke a ka e mere
n'oge abalị, nke mere na mgbe
ndị Leman tetara n'ụra n'ụtụtụ
ha hụrụ na ndị Nifaị gbara
ha gburu-gburu n'ezi, ma na
ndị-mkpọrọ ha nile ji ngwa-
ọgụ n'ime.
23 Ma otu a ha hụrụ na ndị
Nifaị nwere ike karịa ha; ma
n'ọnọdụ nile ndị a ha chọpụtara
na ọ dịghị mkpa na ha ga-alụ-
ọgụ ha na ndị Nifaị; ya mere
ndị-isi ọchị-agha ha nile riọrọ
n'ike ka ha hapụ ngwa-ọgụ ha
nile nke agha, ma ha wepụtara
ha ma tụpụ ha n'ụkwụ nke ndị
Nifaị, na-arịọ maka ebere.
24 Ugbua lee, nke a bụ ọchịchọ
nke Moronaị. Ọ kpọọrọ ha ndị-
mkpọrọ nke agha, ma were
onwunwe nke obodo-ukwu ahụ,

19*a* Alma 48:16.

ma mee ka ndị-mkpọrọ nile nwere onwe ha, ndị bụ ndị Nifaị; ma ha sonyere ndị-agha nke ndị Moronaị, ma buru nnukwu ume nye ndị-agha ya.
25 Ma o wee ruo na o mere ka ndị Leman, ndị nke ọ kpọrọworo ndị-mkpọrọ, na ha ga-amalite [a]irụsi ọrụ ike n'ịgba ebe nile e wusịrị ike gburu-gburu obodo-ukwu Gịd ume.
26 Ma o wee ruo na mgbe o wusịworo obodo-ukwu Gịd ike, dịka ọchịchọ ya nile siri dị, o mere ka ndị-mkpọrọ ya nile akpọga ha n'obodo-ukwu Uju; ma o chekwara obodo-ukwu ahụ jiri ndị-agha siri ike karịa.
27 Ma o wee ruo na ha, na-agbanyeghị mgba okpuru nile nke ndị Leman, debere ma chekwa ndị-mkpọrọ nile ha kpọrọworo, na kwa jide ala nile na uru nke ha wetaghachịworo.
28 Ma o wee ruo na ndị Nifaị malitere ọzọ inwe mmeri, na iwetaghachị ihe nile ruru ha na ohere ha nile.
29 Ọtụtụ oge ka ndị Leman gbalịrị ịgba ha gburu-gburu n'abalị, mana na mgbalị nile ndị a ha tufuru ọtụtụ ndị-mkpọrọ.
30 Ma ọtụtụ oge ka ha gbalịrị inye ndị Nifaị mmanya ha, ka ha wee nwe ike jiri nsi ma-ọbụ ịñụbiga mmanya-oke bibie ha.
31 Mana lee, ndị Nifaị adaghị mba [a]n'icheta Onye-nwe Chineke ha n'oge nke mkpagbu ha nke a. Agaghị enwe ike ịkpọrọ ha n'ọnya ha nile; e, ha agaghị añụ mmanya ha, ma ọbụghị na ha buworo ụzọ nye ndị-mkpọrọ ndị Leman ụfọdụ.
32 Ma otu a ha kpachapụrụanya na etinyeghị nsi ọbụla n'etiti ha; n'ihi na ọbụrụ na mmanya ha ga-enyegbu onye nke Leman na nsi ọ ga kwa enyegbu onye nke Nifaị na nsi; ma otu a ka ha siri nwalecha mmanya ha nile n'aba n'anya.
33 Ma ugbua o wee ruo na ọ dị mkpa ka Moronaị mee njikere nile ibuso ndị obodo-ukwu Moriantọn agha; n'ihi na lee, ndị Leman, esitewọrịị n'ịrụsi ọrụ ike ha, wusie obodo-ukwu Moriantọn ahụ ike ruo mgbe ọ bụrụworo ebe siri ike karịa.
34 Ma ha nọ n'esepụghị-aka na-akpọta ndị-agha ọhụrụ n'ime obodo-ukwu ahụ, na kwa ihe mwebata ọhụrụ nile nke ihe oriri.
35 Ma otu a ka iri afọ abụọ na iteghete nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị siri gwụchaa.

## ISI 56

*Hilaman wee zigara Moronaị akwụkwọ-ozi, na-agụgharị ọnọdụ nke agha ha na ndị Leman lụrụ — Antịpụs na Hilaman wee nwee nnukwu mmeri n'ebe ndị Leman nọ — Ụmụ-okorọbịa puku abụọ nke Hilaman wee jịrị ike ọrụ-ebube lụọ-ọgụ, ma ọdịghị onye ọbụla n'ime ha e gburu. Ama-okwu 1, ihe dịka n'afọ 62 tutu amụọ Kraịst; ama-okwu 2 ruo 19, ihe dịka n'afọ 66 tutu amụọ Kraịst; na ama-okwu*

25*a* Alma 53:3–5.
31*a* Alma 62:49–51.

*20 ruo 57, ihe dịka n'afọ 65 ruo 64*
*tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mmali-
te nke iri afọ atọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe, n'ụbọchị nke abụọ
n'ọnwa nke mbụ, Moronaị
natara akwụkwọ-ozi site n'aka
Hilaman, na-akọwa ihe nile
mere ndị ahụ nọ na mpaghara
ala ahụ.
2 Ma ndị a bụ okwu nile nke o
dere, na-asị: Ezigbo nwanne m
nwoke m hụrụ n'anya, Moronaị,
ma n'ime Onye-nwe ma n'ime
mkpagbu nile nke ịlụ-agha anyị;
lee, nwanne m nwoke m hụrụ
n'anya, enwere m ihe ole na ole
m ga-agwa gị gbasara ịlụ-agha
anyị n'akụkụ ala nke a.
3 Lee, [a]puku abụọ n'ime
ụmụ-nwoke nile nke ndị nwoke
ahụ ndị Amọn kpọdatara site
n'ala nke Nifaị — ugbua i mata-
wo na ndị a bụ ndị agbụrụ
nke Leman, onye bụụrụ nwa-
nwoke nke kachasị okenye nke
nna anyị Lihaị.
4 Ugbua ọ dịghị mkpa ka m
kwughariịara unu gbasara ome-
nala nile ma-ọbụ ekweghị-ekwe
ha, n'ihi na ị matara gbasara ihe
nile ndị a —
5 Ya mere o zuworo m ka m
gwa gị na puku ụmụ-okorọbịa
abụọ ndị a ewerewo ngwa-ọgụ
ha nile nke agha, ma chọọ ka m
bụrụ onye-ndu ha; ma anyị
abịaruwo ichekwa mba anyị.
6 Ma ugbua ị ma kwa gbasara
[a]ọgbụgba-ndụ ahụ nke ndị nna
ha mere, na ha agaghị ewelite
ngwa-ọgụ ha nile nke agha
imegide ụmụnne ha nwoke ruo
n'ịkwafu ọbara.
7 Mana n'afọ nke iri abụọ
na isii, mgbe ha hụrụ ahụhụ
anyị nile na mkpagbu anyị nile
maka ha, ọ fọdụrụ ntakịrị ka ha
[a]mebie ọgbụgba-ndụ ahụ nke ha
meworo ma welite ngwa-ọgụ ha
nile nke agha n'ichekwa anyị.
8 Mana-agaghị m ekwe ha ka
ha mebie ọgbụgba-ndụ nke a
nke ha meworo, na-ewe ya dịka
na Chineke ga-agba anyị ume,
nke ga-eme na anyị agaghị ata
ahụhụ ọzọ n'ihi imezu iyi ahụ
nke ha ñụworo.
9 Mana lee, n'ebe a enwere otu
ihe n'ime nke anyị nwere ike
inwe nnukwu ọñụ. N'ihi na lee,
n'ime afọ nke iri abụọ na isii,
mụ, Hilaman, zọrọ-ije n'iru nke
puku ụmụ-okorọbịa abụọ ndia
ruo n'obodo-ukwu nke Judia,
inyere Antịpụs aka, onye ị họ-
pụtaworo onye-ndu nke ndị ahụ
nọ n'akụkụ ala ebe ahụ.
10 Ma e sonyere m puku abụọ
ụmụ m nwoke, (n'ihi na ha kwe-
sịrị ka a kpọọ ha ụmụ-nwoke)
gakwuru ndị-agha nke Antịpụs,
n'ime inye ume nke Antịpụs ñụ-
rịrị-ọñụ karịa, n'ihi na lee, ndị-
agha ya ndị Leman ebelatawo
ha n'ihi na ndị-agha ha egbuwo
nnukwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị-
kom anyị, nke mere na anyị
nwere ihe mere anyị ji na-eru
uju.
11 Otu o sila dị, anyị nwere
ike ịkasi onwe-anyị obi n'otu
ihe a, na ha anwụwo n'ichekwa
mba ha na Chineke ha, e, ma ha
nwere [a]añụrị.

**56** 3*a* Alma 53:22.
6*a* Alma 24:17–18.
7*a* Alma 53:13–15.
11*a* Alma 28:12.

12 Ma ndị Leman edebewo
kwa ọtụtụ ndị-mkpọrọ, ndị nke
ha nile bụ ndị-isi ọchị-agha,
n'ihi na ọdịghị onye ọzọ ha ha-
pụworo ka ọ dị ndụ. Ma anyị
were ya dịka ezi-okwu na ha nọ
n'oge ugbua n'ala nke Nifaị; ọ dị
otu a ma ọbụrụ na egbụghị ha.
13 Ma ugbua ndị a bụ obodo-
ukwu nile nke ndị Leman nwe-
taworo onwunwe site n'ịkwafu
ọbara nke ọtụtụ n'ime ndị dike
anyị:
14 Ala nke Mantaị, ma-ọbụ
obodo-ukwu nke Mantaị, na
obodo-ukwu nke Ziezrọm, na
obodo-ukwu nke Kumenaị, na
obodo-ukwu nke Antịpara.
15 Ma ndị a bụ obodo-ukwu
nile nke ha nwetara mgbe m
biaruru obodo-ukwu nke Judia;
ma achọtara m Antịpụs na ndị-
kom ya ka ha na-arụsị ọrụ ike
jiri ume ha nile iwusi obodo-
ukwu ahụ ike.
16 E, ma ike gwụrụ ha n'arụ
dịka na mụọ kwa, n'ihi na ha
alụwo ọgụ ka dike n'ehihie na
n'abalị iji chekwaa obodo-ukwu
ha nile; ma otu a ha atawo ahụ-
hụ nnukwu nsogbu nile n'ụdị
ọbụla.
17 Ma ugbua ha kpebiri imeri
n'ebe a ma-ọbụ nwụọ; ya mere i
inwere ike iche na ntakịrị ndị-
agha nke a m kpọtara, e, ụmụ m
nwoke ahụ, nyere ha nnukwu
olile-anya na nnukwu ọñụ.
18 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe ndị Leman hụrụ na
Antịpụs anatawo ume karịrị nye
ndị-agha ya, a kwagidere ha site
n'iwu nile nke Amorọn ka ha
ghara ịbịa megide obodo-ukwu
nke Judia, ma-ọbụ megide anyị,
n'ịlụ-agha.
19 Ma otu a ka anyị siri nweta
iru-ọma n'aka Onye-nwe; n'ihi
na ọbụrụ na ha bịakwasịrị anyị
n'adịghị-ike anyị nke a eleghị
anya ha gaara ebibi ntakịrị ndị-
agha anyị; mana otu a ka e siri
chekwaa anyị.
20 Amorọn nyere ha iwu iche-
kwa obodo-ukwu ndị ahụ nile
nke ha wereworo. Ma otu a ka
afọ nke iri abụọ na isii siri gwụ-
chaa. Ma na mmalite nke afọ iri
abụọ na asaa anyị akwadowọrịị
obodo-ukwu anyị na onwe-anyị
maka nchekwa.
21 Ugbua anyị chọsịrị ike ka
ndị Leman bịakwasị anyị; n'ihi
na anyị achọsighị ike ibuso ha
agha n'ebe ha nile siri ike.
22 Ma o wee ruo na anyị debe-
re ndị onyota-ọgba-ama n'ama
gburu-gburu ebe ahụ, iche
mmegharị arụ nile nke ndị
Leman, ka ha ghara ịgafe anyị
n'abalị ma-ọbụ n'ehihie ibuso
obodo-ukwu anyị ndị ọzọ ndị
nke dị n'ebe elu-elu agha.
23 N'ihi na anyị matara na
n'obodo-ukwu ndị ahụ nile ha
esiruchaghị ike izute ha; ya
mere anyị chọsịrị-ike, ma ọbụ-
rụ na ha ga-agafe n'akụkụ anyị,
ịdakwasị ha n'azụ ha, ma otu a
welite ha elu n'azụ n'otu oge
ahụ ezutere ha n'iru. Anyị wee-
re dịka ezi-okwu na anyị ga-
enwe ike imeri ha; mana lee,
anyị enwetaghị ihe anyị bu
n'obi n'ọchịchọ anyị nke a.
24 Ha anwaghị anwa ịgafe
anyị ha na ndị-agha ha nile,
ọbụghị ma ha nwara anwa jiri

otu ụzọ, eleghị-anya ha agaghị
esirucha ike ma ha ga-ada.
25 Ọbụghị ma ha nwara-anwa
ịzọ-ije gbada megide obodo-
ukwu nke Zarahemla; ọbụghị
ma ha nwara anwa igafe isi nke
Saịdọn, gafee ruo obodo-ukwu
nke Nifaịha.
26 Ma otu a, ha na ndị-agha ha
nile, ha mere mkpebi ichekwa
obodo-ukwu ndị ahụ nile nke
ha wereworo.
27 Ma ugbua o wee ruo n'ọnwa
nke abụọ nke afọ nke a, e weba-
taara anyị ọtụtụ ihe oriri site
n'aka ndị nna nile nke ụmụ m
nwoke puku abụọ ahụ.
28 Na kwa e zitekwara anyị ndị
nwoke puku abụọ site n'ala nke
Zarahemla. Ma otu a anyị nọ na
njikere anyị na ndị nwoke puku
iri, na ihe oriri nile a ga-enye ha,
na kwa ndị nwunye ha nile na
ụmụ ha.
29 Ma ndị Leman ebe ha na-
ahụ ka ndị-agha anyị na-abawa-
nye kwa ụbọchị, ma ihe oriri
nile na-abata maka nkwado
anyị, ha malitere ịtụ-egwu, ma
malite ịba ọgụ site n'ebe nzuzo
ha, ọbụrụ na o kwere omume
itinye nsọtụ na-ịnata ihe oriri
anyị nile na ume.
30 Ugbua mgbe anyị hụrụ na
ndị Leman malitere inwe obi-
eru-ala n'akụkụ nke a, anyị chọ-
sịrị ike iweta otu ụzọ aghụghọ
n'iwere ọnọdụ n'ebe ha nọ; ya
mere Antịpụs nyere iwu ka m
zọrọ-ije mụ na ụmụ-ntakịrị ndị
nwoke m gaa n'obodo-ukwu dị
nso, dịka a ga-asị na anyị bu ihe
oriri nile na-aga obodo-ukwu a
dị nso.
31 Ma anyị kwesịrị ịzọ-ije gaa
nso obodo-ukwu nke Antịpara,
dịka a ga-asị na anyị na-aga
obodo-ukwu tere anya, n'akụ-
kụ ikpere-mmiri ahụ.
32 Ma o wee ruo na anyị zọrọ-
ije na-aga, dịka a ga-asị na anyị
bu ihe oriri anyị nile, ịga obodo-
ukwu ahụ.
33 Ma o wee ruo na Antịpụs
zọrọ-ije gaa ya na ụfọdụ ndị-
agha ya, ebe ọ hapụrụ ndị fọdụ-
rụ ichekwa obodo-ukwu ahụ.
Mana ọ zọrọghị-ije gaa ruo
mgbe m gawara mụ na ntakịrị
ndị-agha m, ma bịaruo nso
obodo-ukwu Antịpara ahụ.
34 Ma ugbua, n'obodo-ukwu
nke Antịpara ahụ ka e debere
ndị-agha sikarịchara ike nke ndị
Leman; e, ndị kachasị n'ọnụ-
ọgụgụ.
35 Ma o wee ruo na mgbe ndị
onyota-ọgba-ama ha nile gwa-
woro ha, ha bịaruru ha na ndị-
agha ha ma zọrọ-ije bịa imegide
anyị.
36 Ma o wee ruo na anyị gba-
pụrụ n'iru ha, n'elu-elu. Ma otu
a anyị dupụrụ ndị-agha kachasị-
rị dị ike nke ndị Leman.
37 E, ọbụna ruo ebe tere anya,
nke mere na mgbe ha hụrụ ndị-
agha nke Antịpụs ka ha na-achụ
ha, n'ike ha, ha atụgharịghị
n'aka nri ma-ọbụ n'aka ekpe,
kama gaa n'iru n'ịzọ-ije ha
n'ụzọ guzoro kwem n'eso anyị;
ma, dịka anyị chere, ọ bụ atụ-
matụ ha igbu anyị tutu Antịpụs
achụfee ha, ma nke a ka ndị
nke anyị ghara ịgba ha gburu-
gburu.
38 Ma ugbua Antịpụs ebe o
hụrụ ihe-egwu dịrị anyị, mere
ka ịzọ-ije nke ndị-agha ya gaa

ọsọ-ọsọ. Mana lee, ọ bụ abalị;
ya mere ha achụfeghị anyị, ọbụ-
ghị ma Antịpụs ọ chụfere ha; ya
mere anyị bara n'ebe-ezumike
n'abalị ahụ.
39 Ma o wee ruo na tutu chi-
ọbụbọ nke ụtụtụ ahụ, lee, ndị
Leman nọọrọ na-achụ anyị ọsọ.
Ugbua anyị esiruchaghị ike ilụ-
so ha ọgụ; e, agaghị m ekwe ka
ụmụ-nwoke m ndị ntakịrị daba
n'aka ha nile; ya mere anyị gara
n'iru n'ịzọ-ije anyị, ma anyị
weere ọzịzọ-ije anyị baa n'ime
ọzara ahụ.
40 Ugbua ha anwaghị anwa
ịtụgharị n'aka nri ma-ọbụ n'aka
ekpe eleghị-anya a ga-agba ha
gburu-gburu; ọbụghị ma m ga-
atụgharị n'aka nri ma-ọbụ n'aka
ekpe eleghị-anya ha ga-achụfe
m, ma anyị agaghị enwe ike igu-
zogide ha, kama egbuo anyị, ma
ha ga-agbapụ, ma otu a anyị
gbapụrụ ụbọchị ahụ nile n'ime
ọzara ahụ, ọbụna ruo mgbe
ọchịchịrị gbara.
41 Ma o wee ruo na ọzọ, mgbe
ìhè nke ụtụtụ ahụ bịara anyị
hụrụ ndị Leman bịakwasịrị
anyị, ma anyị gbafuru n'iru ha.
42 Mana o wee ruo na ha
achụteghị anyị anya tutu ha
akwụsị; ma-ọbụ n'ụtụtụ ụbọchị
nke atọ n'ọnwa nke asaa.
43 Ma ugbua, ọbụrụ na
Antịpụs chụfere ha anyị ama-
ghị, mana a siri m ndịkom mụ:
Lee, anyị amataghị mana ha
akwụsịwo n'ihi ebum-n'obi ha
na anyị ga-abịa imegide ha, ka
ha nwe-ike jide anyị n'ọnya ha;
44 Ya mere gịnị ka unu kwuru,
ụmụ m nwoke, unu ga-aga ime-
gide ha n'ịlụ agha?
45 Ma ugbua asị m gị, ezigbo
nwanne m nwoke Moronaị, na
ọ dịbeghị mgbe ọbụla m hụrụ
nnukwu [a]mgbamume dị otu a,
e-e ọbụghị n'etiti ndị Nifaị nile.
46 N'ihi na dịka m na-akpọ ha
mgbe nile ụmụ m ndị nwoke
(n'ihi na ha nile ka bụụrụ ụmụo-
korọbịa) ọbụna otu a ka ha na-
asị m: Nna, lee Chineke anyị no-
nyeere anyị, ma ọ gaghị ekwe ka
anyị daa; mgbe ahụ ka anyị gaa
n'iru; anyị agaghị egbu ụmụnne
anyị ndị nwoke ma ọbụrụ na ha
ga-ahapụ anyị ka anyị nọọrọ
onwe anyị; ya mere ka anyị gaa,
adịghị ama-ama ike ha akarịa
nke ndị-agha nke Antịpụs.
47 Ugbua ha alụtụbeghị agha
mbụ, mana ha atụghị egwu
ọnwụ; ma ha chere echiche
gbasara [a]ntọhapụ nke ndị nna
ha nile karịa ka ha chere gbasa-
ra ndụ ha nile; e, akụziworo ha
site n'aka ndị [b]nne ha nile, na
ọbụrụ na ha enweghị obi-abụọ,
Chineke ga-anapụta ha.
48 Ma ha kwughariri nye m
okwu nile nke ndị nne ha nile,
na-asị: Anyị enweghị obi-abụọ
ndị nne anyị matara ya.
49 Ma o wee ruo na alaghachị-
rị m mụ na puku abụọ m imegi-
de ndị Leman a ndị chụworo
anyị ọsọ. Ma ugbua lee, ndị-
agha nile nke Antịpụs achụfe-
wo ha, ma ịlụ-agha dị egwu
amalitewọrịị.
50 Ndị-agha nke Antịpụs ebe
ike gwụrụ ha, n'ihi ogologo ịzọ-
ije ha na nwa mkpụmkpụ oge dị

45*a* Alma 53:20–21.
47*a* Alma 53:16–18.
*b* Alma 57:21.
NGAN Nne.

otu a, ọ fọdụrụ ntakịrị ka ha daba n'aka nke ndị Leman; ma ọbụrụ na m alaghachịghị mụ na puku abụọ m ha gaara enweta ebum-n'obi ha.
51 N'ihi na Antịpụs adawo site na mma agha, na ọtụtụ ndị ndu ya nile, n'ihi ike ọgwụgwụ ha, nke ihe kpatara ya bụ ịzọ-ije ọsọ-ọsọ ha — ya mere ndị nwoke nke Antipụs, ebe ọ gbara ha gharị n'ihi ọdịda nke ndị ndu ha nile, malitere inye efe n'iru ndị Leman.
52 Ma o wee ruo na ndị Leman nwetara mgbamume, ma malite ịchụ ha ọsọ; ma otu a ka ndị Leman na-achụ ha ọsọ jiri nnukwu ike mgbe Hilaman bịakwasịrị ha site n'azụ ha ya na puku abụọ ya, ma malite igbu ha karịa, nke mere na ndị-agha nile nke ndị Leman ahụ kwụsịrị ma tụgharịkwasị Hilaman.
53 Ugbua mgbe ndị nke Antịpụs hụrụ na ndị Leman alaghachịwo, ha kpọkọtara ndịkom ha ọnụ ma bịakwasịkwa ọzọ n'azụ nke ndị Leman.
54 Ma ugbua o wee ruo na anyị, ndị nke Nifaị, ndị nke Antịpụs, na mụ na puku abụọ m, gbara ndị Leman gburugburu, ma gbuo ha; e, nke mere na a kwagidere ha inyefe ngwaọgụ ha nile nke agha na kwa onwe ha dịka ndị-mkpọrọ nke agha.
55 Ma ugbua o wee ruo na mgbe ha nyefeworo anyị onwe ha, lee, a gụrụ m ụmụ-okorọbịa ahụ soro m lụọ ọgụ ọnụ, na-atu egwu na eleghị-anya enwere ọtụtụ n'ime ha e gburu.
56 Mana lee, na nnukwu ọñụ m, enwebeghị [a]otu onye n'ime ha dara n'ala; e, ma ha alụwoọgụ dịka a ga-asị na ha jiri ume nke Chineke; e, ọdịghị mgbe a matara ndịkom lụworo-ọgụ jiri ụdị ume ọrụ-ebube dị otu a; ma n'ụdị ike ahụ ka ha dakwasịrị ndị Leman, na ha menyere ha egwu mberede; ma n'ihi ihe nke a ka ndị Leman jiri nyefee onwe ha dịka ndị-mkpọrọ nke agha.
57 Ma ebe ọ bụ na anyị enweghị ebe anyị ga-edebe ndịmkpọrọ anyị, ka anyị nwe ike chekwa ha idebe ha site n'ịlaghachikwuru ndị-agha nke ndị Leman, ya mere anyị zigara ha n'ala nke Zarahemla, ma ụfọdụ ndịkom ahụ ndị Antịpụs naegbughị, soro ha; ma ndị nke fọdụrụ a kpọọrọ m ma dokọta ha na ụmụokorọbịa [a]ndị nke Amọn m, ma zọrọ ije anyị laghachị n'obodo-ukwu nke Judia.

## ISI 57

*Hilaman wee kọgharịa mwere nke Antịpara na nnyefe ahụ ma n'ikpeazụ nchekwa nke Kumenaị — Ụmụokorọbịa ya ndị Amọn wee lụọ-ọgụ ka ndị bụ dike; ha nile merụrụ arụ, mana ọdịghị onye-ọbụla n'ime ha e gburu — Gịd wee kọọ ogbugbu na mgbapụ nke ndị-mkpọrọ nke ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 63 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na anatara m akwụkwọ-ozi site n'aka

56*a* Alma 57:25; 58:39.
57*a* Alma 27:26; 53:10–11, 16.

Amorọn, eze ahụ, na-ede na
ọbụrụ na m ga-ahapụ ndị-
mkpọrọ nke agha ahụ nile ndị
anyị kpọrọworo na ya ga-aha-
pụrụ anyị obodo-ukwu Antị-
para ahụ.
2 Mana ezigaara m eze ahụ
akwụkwọ-ozi, na anyị matara
nke ọma na ndị-agha anyị
nile zuru ịnata obodo-ukwu
nke Antịpara ahụ ma anyị jiri
ndị-agha anyị; ma inyepụ ndị-
mkpọrọ nile ahụ maka obodo-
ukwu ahụ anyị ga-ewere onwe-
anyị ndị na-amaghị ihe, ma na
anyị ga-enyepụ ndị-mkpọrọ anyị
nile nanị na mgbanwe.
3 Ma Amorọn jụrụ akwụkwọ-
ozi m, n'ihi na ọ chọghị ịgbanwe
ndị-mkpọrọ; ya mere anyị mali-
tere ime njikere nile ịga megide
obodo-ukwu Antịpara ahụ.
4 Mana ndị nke Antịpara ha-
pụrụ obodo-ukwu ahụ, ma gba-
ga obodo-ukwu ha ndị ọzọ, ndị
nke ha nwereworo ọnwụnwe
nke, ịwụsị ha ike; ma otu a obo-
do-ukwu nke Antịpara dabara
n'aka anyị.
5 Ma otu a ka iri afọ abụọ na
asatọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe
siri gwụchaa.
6 Ma o wee ruo na na mmalite
nke iri afọ abụọ na iteghete,
anyị nwetara ihe oriri, na kwa
mgbakwunye na ndị-agha, site
n'ala nke Zarahemla, na site
n'ala gbara gburu-gburu, ruo
n'ọnụ-ọgụgụ dị ndịkom puku
isii, na-etinyeghị iri isii nke
[a]ụmụ-nwoke ndị Amọn ndị
bịaworo isonye ụmụnne ha ndị
nwoke, ntakịrị otu m nke puku
abụọ. Ma ugbua lee, anyị siri
ike, e, ma anyị nwekwara ihe
oriri ga-ezuru anyị e wetaara
anyị.
7 Ma o wee ruo na ọ bụụrụ
ọchịchọ anyị ibu agha anyị na
ndị-agha nke e debere n'obodo-
ukwu Kumenaị.
8 Ma ugbua lee, aga m egosị gị
na anyị mezuru ọchịchọ anyị
ọsọ-ọsọ; e, anyị na ndị-agha anyị
siri-ike, ma-ọbụ jiri ụfọdụ n'ime
ndị-agha anyị siri-ike, anyị gba-
ra gburu-gburu, n'abalị, obodo-
ukwu Kumenaị ahụ, nwa oge
ntakịrị tutu ha ga-enweta mbute
nke ihe oriri nile.
9 Ma o wee ruo na anyị mere
ebe izu-ike na gburu-gburu nke
obodo-ukwu ahụ ọtụtụ abalị,
mana anyị rahụrụ ụra n'elu
mma-agha anyị nile, ma debe
ndị-nche nile, ka ndị Leman
ghara inwe-ike bịakwasị anyị
n'abalị ma gbuo anyị, nke ha
nwara ime ọtụtụ oge; mana
ugboro ole nile ha nwara ime
nke a akwafuru ọbara ha.
10 N'ikpe-azụ ihe oriri ha nile
bịarutere, ma ha chọrọ ịbanye
n'obodo-ukwu ahụ n'abalị. Ma
anyị, kama ịbụ ndị Leman,
bụụrụ ndị Nifaị; ya mere, anyị
kpọọrọ ha na ihe oriri ha nile.
11 Ma na-agbanyeghị ndị
Leman ebe a gbabichiri ha site
na nkwado ha n'ụdị a, ha ka
kpebịkwara ijide obodo-ukwu
ahụ; ya mere ọ dị mkpa na anyị
ga-ewere ihe oriri ndị ahụ nile
ma ziga ha Judia, ma ndị-
mkpọrọ anyị nile gaa n'ala nke
Zarahemla.

**57** 6*a* Alma 53:16–18.

12 Ma o wee ruo na ọtụtụ ụbọ-
chị agafebeghị tutu ndị Leman
malitere ịtụfu olile-anya nile nke
enyem-aka; ya mere ha hapụrụ
obodo-ukwu ahụ n'aka anyị ma
otu a anyị emezuwọrịị atụmatụ
anyị nile n'inweta obodo-ukwu
Kumenaị ahụ.
13 Mana o wee ruo na ndị-
mkpọrọ anyị nile dị oke ọtụtụ
na, na-agbanyeghị oke ọtụtụ
nke ọnụ-ọgụgụ anyị nile, a kwa-
gidere anyị iji ndị-agha anyị nile
idebe ha, ma-ọbụ igbu ha.
14 N'ihi na lee, ha ga-agbafu
na nnukwu ọnụ-ọgụgụ, ma ha
ga-eji okwute lụọ ọgụ, ma jiri
osisi dị arọ, ma-ọbụ ihe ọbụla ha
nwere ike ijide n'aka ha, nke
mere na anyị gburu ihe karịrị
puku abụọ n'ime ha mgbe ha
nyefechaworo onwe ha ndị-
mkpọrọ nke agha.
15 Ya mere ọ dịịrị anyị mkpa,
ka anyị weta ndụ ha nile na
ngwụcha, ma-ọbụ chedo ha,
mma-agha n'aka, gbada ruo
n'ala nke Zarahemla; na kwa
ihe oriri anyị nile akarịghị ihe
ga-ezuru ndị nke anyị, na-agba-
nyeghị nke ahụ anyị wetaworo
site n'aka ndị Leman.
16 Ma ugbua, n'ọnọdụ ọgba-
aghara ndị ahụ, ọ ghọrọ ihe
dị ezigbo mkpa ikpebi gbasara
ndị-mkpọrọ nke agha nile ndị
ahụ; otu o sila dị, anyị kpebiri
izida ha n'ala nke Zarahemla;
ya mere anyị họpụtara ụfọdụ
ndị nke anyị, ma nye ha ọrụ
ilekọta ndị-mkpọrọ anyị nile
ịgbada n'ala nke Zarahemla.
17 Mana o wee ruo na n'echi
ya ha laghachịrị. Ma ugbua lee,
anyị ajụghị ha ihe gbasara ndị-
mkpọrọ nile ahụ; n'ihi na lee,
ndị Leman bịakwasịrị anyị, ma
ha laghachịrị n'oge ịzọpụta anyị
site n'ịdaba n'aka ha. N'ihi na
lee, Amorọn ezigawo na nkwa-
do ha ihe oriri ọhụrụ na kwa
ọtụtụ ọnụ-ọgụgụ ndị-agha ndị
nwoke.
18 Ma o wee ruo na ndị nwoke
ahụ anyị zigara ha na ndị-
mkpọrọ nile bịarutara n'oge
ịkwụsị ha, dịka ha na-achọ
imeri anyị.
19 Mana lee, ntakịrị otu m nke
puku abụọ na iri isii lụrụ ọgụ
n'ụzọ dịkarịchara egwu; e, ha
guzosịrị-ike n'iru ndị Leman,
ma ha nyere ndị nile ahụ na-
emegide ha ọnwụ.
20 Ma dịka ndị nke fọdụrụ na
ndị-agha anyị na-achọ ịlagha-
chi-azụ n'iru ndị Leman, lee,
puku abụọ na iri isii ndị ahụ
guzosịrị-ike ma ha atụghị-egwu.
21 E, ma ha rubere-isi ma
leruo-anya ime okwu nile nke
iwu otu ahụ e siri nye ya; e,
ma ọbụna dịka okwukwe ha
siri dị e meere ha ya; ma eche-
tara m okwu nile nke ha gwara
m na [a]ndị nne ha kuziiri ha.
22 Ma ugbua lee, ọ bụ ụmụ
m ndị nwoke a, na ndị nwo-
ke ahụ a họpụtaworo ịkpọga
ndị-mkpọrọ ahụ, ka anyị ji
ụgwọ nnukwu mmeri nke a;
n'ihi na ọ bụ ha bụ ndị meriri
ndị Leman; ya mere a chụgha-
chiri ha azụ n'obodo-ukwu nke
Mantaị.
23 Ma anyị ka jidere obodo-

21*a* Alma 56:47–48.

ukwu anyị Kumenaị, ma e bibighị anyị nile site na mma-agha; otu o sila dị, anyị hụjuru-anya nnukwu ihe nfunarị.
24 Ma o wee ruo na mgbe ndị Leman gbafuworo, Mụ n'atụfughị-oge nyere iwu na ndị nwoke m nile e merụworo-arụ kwesịrị ka a kpọpụ ha site n'etiti ndị nwụrụ-anwụ, ma mee ka e mesa mmerụ-arụ ha nile ogwu.
25 Ma o wee ruo na e nwere narị abụọ, site n'ime puku abụọ na iri isii m, ndị daworo mba site na ntufu nke ọbara; otu o sila dị, dịka ịdị-mma nke Chineke siri dị, na kwa na nnukwu ịtụ-n'anya anyị, na kwa n'ọñụ nke ndị-agha anyị nile, [a]o nweghị otu mkpụrụ-obi n'ime ha nke lara n'iyi; e, ma ọbụghị ma enwere onye ọbụla n'ime ha na-enwetaghị ọtụtụ mmerụ-arụ.
26 Ma ugbua, nchekwa ha nile dị ịtụ-n'anya nye ndị-agha anyị nile, e, na a ga-edebe ha ebe e nwere otu puku nke ụmụnne anyị nwoke e gburu. Ma anyị n'ụzọ ziri-ezi na-enyefe ya [a]ike ọrụ-ebube nke Chineke, n'ihi [b]okwukwe ha karịrị akarị n'ime ihe ahụ nke a kuziri ha ikwere—na e nwere Chineke ikpe ziri-ezi, ma onye ọbụla nke na-enweghị obi-abụọ, na a ga-echekwa ha site n'ike ya dị ịtụ-n'anya.
27 Ugbua nke a bụ okwukwe nke ndị a nke m kwuworo maka ha; ha bụ ụmụ-nta, ma echiche ha siri ike, ma ha tinyere okwukwe ha na Chineke esepụghị-aka.
28 Ma ugbua o wee ruo na mgbe anyị lekọtachaworo ndịkom anyị merụrụ-arụ anya, ma liwokwa ndị anyị nwụrụ-anwụ na kwa ndị nwụrụ-anwụ na ndị Leman, ndị dị ọtụtụ, lee, anyị jụtara site n'aka Gịd gbasara ndị-mkpọrọ ndị nke ha maliteworo ịkpọrọ gbada n'ala nke Zarahemla.
29 Ugbua Gịd bụụrụ onye-isi ọchị-agha nke ndị otu ahụ onye a họpụtara ichegide ha gbadaa ruo ala ahụ.
30 Ma ugbua, ndị a bụ okwu nile nke Gịd gwara m: Lee, anyị malitere ịgbadaru ala nke Zarahemla ahụ anyị na ndịmkpọrọ anyị nile. Ma o wee ruo na anyị zutere ndị onyota-ọgbaama nile nke ndị-agha anyị nile, ndị e zipụworo iche ebe ezumike nke ndị Leman nche.
31 Ma ha tikuru anyị, na-asị—Lee, ndị-agha nile nke ndị Leman na-azọ-ije chee-iru n'obodo-ukwu nke Kumenaị; ma lee, ha ga-adagide ha, e, ma ha ga-ebibi ndị nke anyị.
32 Ma o wee ruo na ndị-mkpọrọ anyị nile nụrụ akwa ha nile, nke mere ka ha nwee agbamume; ma ha biliri na nnupụ-isi megide anyị.
33 Ma o wee ruo n'ihi nnupụisi ha anyị mere ka mma-agha anyị nile bịakwasị ha. Ma o wee ruo na ha gbara ọsọ dakwasị mma-agha anyị nile n'otu, n'ime nke, nnukwu ọnụ-ọgụgụ n'ime ha e gburu ha; ma ndị fọdụrụ

25*a* Alma 56:56.
26*a* NGAN Ike.
*b* NGAN Okwukwe.

n'ime ha nukaara ma gbafuo
site n'ebe anyị nọ.
34 Ma lee, mgbe ha gbafuwo-
ro ma anyị enweghị ike ịchụfe
ha, anyị were ịzọ-ije anyị ngwa-
ngwa chee-iru n'obodo-ukwu
Kumenaị; ma lee, anyị bịaruru
n'oge ka anyị nwe ike nyere
ụmụnne anyị nwoke aka n'iche-
kwa obodo-ukwu ahụ.
35 Ma lee, a napụtawo anyị
ọzọ site n'aka nile nke ndị-iro
anyị. Ma ngọzi na-adịrị aha nke
Chineke anyị, n'ihi na lee, ọ
bụ ya bụ onye napụtara anyị; e,
nke mewooro anyị nnukwu ihe
nke a.
36 Ugbua o wee ruo na mgbe
mụ, Hilaman, nụworo okwu ndị
a nile n'ọnụ Gịd, e jupụtara m
n'ọñụ karịa n'ihi ịdị mma nke
Chineke n'ichekwa anyị, ka anyị
nile ghara ịla-n'iyi; e, ma a tụ-
kwasịrị m obi na mkpụrụ-
obi nile nke ndị ahụ e gbuworo
[a]abawo n'ime izu-ike nke
Chineke ha.

## ISI 58

*Hilaman, Gịd, na Tiọmna wee were obodo-ukwu nke Mantaị site n'aghụghọ agha—Ndị nke Leman wee laghachị azụ—Ụmụ nwoke nile nke Amọn e chekwara ha dịka ha siri guzosịe ike na nchekwa nke ntọhapụ na okwukwe ha. Ihe dịka n'afọ 63 ruo 62 tutu amụọ Kraịst.*

Ma lee, ugbua o wee ruo na
ebum-n'obi nke ọzọ bụ inweta
obodo-ukwu nke Mantaị; mana
lee, e nweghị ụzọ nke anyị nwere
ike iji otu ntakịrị anyị nile ahụ
dupụta ha site n'obodo-ukwu
ahụ. N'ihi na lee, ha chetara ihe
nke anyị meworo; ya mere anyị
enweghị ike [a]ịghọgbupụta ha
site n'ebe siri ike nile nke ha.
2 Ma ha dịkarịsịrị ọtụtụ n'ọnụ-
ọgụgụ karịa ka ndị-agha anyị
dịịrị nke mere na anyị anwaghị
anwa ịga n'iru ma buso ha agha
n'ebe siri ike nile nke ha.
3 E, ma ọ dị mkpa na anyị ga-
etinye ndị nwoke anyị n'iche-
kwa akụkụ ala ndị ahụ nile nke
anyị nwetaghachịrị site n'ihe
onwunwe anyị nile; ya mere ọ
dịịrị mkpa na anyị ga-echere,
ka anyị wee nweta ume karịa
site n'ala nke Zarahemla na kwa
onyinye ọhụrụ nke ihe-oriri.
4 Ma o wee ruo na e zigara m
onye-ọchịchị ala anyị onye-ozi,
ịkọtụrụ ya gbasara ihe ndị nke
anyị na-eme. Ma o wee ruo na
anyị chere ịnata ihe-oriri nile na
ume site n'ala nke Zarahemla.
5 Mana lee, nke a nyeere anyị
aka nanị ntakịrị, n'ihi na ndị
Leman nọ kwa na-anata nnu-
kwu ume site n'ụbọchị ruo
n'ụbọchị, na kwa ọtụtụ ihe-ori-
ri nile; ma otu a ka ọnọdụ anyị
nile n'oge nke a siri dị.
6 Ma ndị Leman na-aba anyị
ọgụ site n'oge ruo n'oge, na-
ekpebi site n'aghụghọ ibibi anyị;
otu o sila dị anyị enweghị ike
ịlụso ha ọgụ, n'ihi nlaghachị-
azụ ha nile na ebe siri ike ha
nile.
7 Ma o wee ruo na anyị cheere
n'ọnọdụ ndị a nile siri ike ruo
ọtụtụ ọnwa, ọbụna ruo mgbe

36*a* Alma 12:34.
**58** 1*a* Alma 52:21; 56:30.

ọfọdụrụ ntakịrị ka anyị laa n'iyi
n'ihi ụkọ nri.
8 Mana o wee ruo na anyị
natara nri, nke e chekwara bu-
tara anyị site n'aka ndị-agha
nke ndị nwoke dị puku abụọ
inyere anyị aka; ma nke a bụ
enyem-aka nile nke anyị nata-
ra, iji chekwaa onwe anyị na
mba anyị site n'ịdaba n'aka
nke ndị-iro anyị, e, ịlụ-ọgụ
anyị na onye-iro ọnụ na-apụghị
ịgụta.
9 Ma ugbua ihe kpatara mgba-
gwọju-anya anyị nile ndị a, ma-
ọbụ ihe mere ha ezitaraghị anyị
ume ọzọ, anyị amataghị; ya
mere o wutere anyị ma mejupụ-
ta kwa anyị n'egwu, eleghị-anya
n'ụzọ ọbụla ikpe nile nke
Chineke ga-abịakwasị ala anyị,
na-nkwatu anyị na mbibi anyị
kpam kpam.
10 Ya mere anyị wụpụtara
mkpụrụ-obi anyị nile n'ekpere
nye Chineke, ka ọ gbaa anyị
ume ma napụta anyị site n'aka
nke ndị-iro anyị, e, na kwa nye
anyị ume ka anyị wee nwe ike
idebe obodo-ukwu anyị nile na
ala anyị nile, na ihe onwunwe
anyị nile, maka nkwado nke
ndị nke anyị.
11 E, ma o wee ruo na Onye-
nwe Chineke anyị letara anyị
jiri ikwe-nkwa nile na ya ga-
anapụta anyị; e, nke mere na
o kwuru udo nye mkpụrụ-obi
anyị nile, ma nye kwa anyị nnu-
kwu okwukwe, ma mee kwa ka
anyị nwee olile-anya maka nna-
pụta anyị n'ime ya.
12 Ma anyị nwere mgbamume
anyị na ndị-agha ntakịrị anyị
nke anyị nwetaworo, ma ha
nwere mkpebi siri ike imeri ndị-
iro anyị nile, na [a]ichekwa ala
anyị nile, na ihe onwunwe anyị
nile, na ndị nwunye anyị, na
ụmụ anyị, na ihe gbasara [b]ntọ-
hapụ anyị.
13 Ma otu a ka anyị siri gaa
n'iru jiri ike anyị nile megide
ndị Leman, ndị nke nọ n'obo-
do-ukwu nke Mantaị; ma anyị
rụnyere ụlọ ikwuu anyị nile
n'akụkụ ọzara ahụ, nke dị nso
n'obodo-ukwu ahụ.
14 Ma o wee ruo na n'echi ya,
na mgbe ndị Leman hụrụ na
anyị nọ n'oke-ala nile n'akụkụ
ọzara ahụ nke dị nso n'obodo-
ukwu ahụ, na ha zipụrụ ndị
onyota-ọgba-ama ha nile gburu-
gburu anyị ka ha wee chọpụta
ọnụ-ọgụgụ na ume nke ndị-
agha anyị.
15 Ma o wee ruo na mgbe ha
hụrụ na anyị esighị ike, dịka
ọnụ-ọgụgụ anyị nile siri dị, ma
na-atụ egwu na anyị ga-agbabi-
chiri ha ebe nkwado ha si na-
abịa ma ọbụghị na ha ga-apụta
bịa ọgụ megide anyị ma gbuo
anyị, na kwa iche na ọ ga-adịrị
ha mfe ibibi anyị jiri ọtụtụ imeri-
me ọnụ-ọgụgụ ha nile, ya mere
ha malitere ime njikere nile ịpụ-
ta megide anyị n'ịlụ-agha.
16 Ma mgbe anyị hụrụ na ha
na-eme njikere ịpụta megide
anyị, lee, e mere m ka Gịd,
jiri ntakịrị ọnụ-ọgụgụ nke ndị
nwoke, zoo onwe ha n'ime
ọzara ahụ, na kwa na Tiọmna
na ọnụ-ọgụgụ ntakịrị nke ndị

12*a* Alma 46:12–13; Mọm 2:23.
*b* NGAN Ntọhapụ.

nwoke ga-ezo kwa onwe ha
n'ime ọzara ahụ.
17 Ugbua Gịd na ndị nwoke
ya nọ n'aka nri ma ndị ọzọ ahụ
n'aka ekpe; ma mgbe ha sịworo
otu a zoo onwe ha, lee, a nọgi-
dere m, mụ na ndị fodụrụ n'ime
ndị-agha m, n'otu ebe ahụ nke
anyị rụnyeworo ụlọ ikwuu anyị
nile maka oge nke ndị Leman
ga-abịa ịlụ-agha.
18 Ma o wee ruo na ndị Leman
pụtara ha na imerime ọnụ-ọgụ-
gụ ndị-agha ha imegide anyị.
Ma mgbe ha bịaworo ma ọ fọdụ-
rụ ntakịrị ka ha dakwasị anyị
ha na mma-agha ha, e mere m
ka ndị nwoke m, ndị nke mụ na
ha nọ, ka ha laghachi-azụ n'ime
ọzara ahụ.
19 Ma o wee ruo na ndị Leman
soro anyị n'azụ jiri nnukwu ọsọ,
n'ihi na ha chọsịrị-ike karịa
ịchụfe anyị ka ha wee gbuo anyị;
ya mere ha soro anyị baa n'ime
ọzara ahụ; ma anyị gafere n'etiti
Gịd na Tiọmna, nke mere na ndị
Leman achọtaghị ha.
20 Ma o wee ruo na mgbe ndị
Leman gafeworo, ma-ọbụ mgbe
ndị-agha ahụ gafeworo, Gịd
na Tiọmna bilitere site n'ebe
nzuzo ha nile, ma gbabichie
ndị onyota-ọgba-ama nile nke
ndị Leman ka ha ghara ịlagha-
chị n'obodo-ukwu ahụ.
21 Ma o wee ruo na mgbe ha
gbabichiworo ha, ha gbagara
n'obodo-ukwu ahụ ma dakwa-
sị ndị-nche ahụ nile a hapụrụ
iche obodo-ukwu ahụ nche, nke
mere na ha bibiri ha ma were
onwunwe nke obodo-ukwu ahụ.
22 Ugbua nke a ka e mere
n'ihi na ndị Leman kwere ka
ndị-agha ha nile, ma ọbụghị
ndị-nche ole na ole nanị, ka a
ga-edupụ baa n'ime ọzara ahụ.
23 Ma o wee ruo na Gịd na
Tiọmna site n'ụzọ nke a enweta-
wo onwunwe nke ebe siri ike ha
nile. Ma o wee ruo na anyị chọọ-
rọ ụzọ anyị, mgbe anyị gachara
nnukwu njem n'ime ọzara chee
iru n'ala nke Zarahemla.
24 Ma mgbe ndị Leman hụrụ
na ha na azọ-ije chee iru n'ala
nke Zarahemla, egwu tụrụ ha
karịa, eleghị-anya e nwere atụ-
matụ e debere iduba ha na mbi-
bi, ya mere ha malitere ịlaghachi
n'ime ọzara ahụ ọzọ, e, ọbụna
laghachị-azụ site n'otu ụzọ ahụ
nke ha siri bịa.
25 Ma lee, ọ bụ abalị ma ha
rụnyere ụlọ ikwuu ha nile, n'ihi
na ndị-isi ọchị-agha nile nke ndị
Leman echewo na ike gwụrụ
ndị Nifaị n'ihi ịzọ-ije ha; ma
na eche na ha achuwo ndị-agha
ha nile ya mere ha echeghị echi-
che banyere obodo-ukwu nke
Mantaị ahụ.
26 Ugbua o wee ruo na mgbe o
ruru abalị, e mere m ka ndịkom
mụ ghara ịrahụ ụra, kama
na ha ga-azọ-ije gaa n'iru site
n'ụzọ ọzọ chee iru n'ala nke
Mantaị ahụ.
27 Ma n'ihi ịzọ-ije anyị nke a
n'oge abalị, lee, n'echi ya anyị
nọ n'iru ndị Leman, nke mere
na anyị buru ha ụzọ rute n'obo-
do-ukwu nke Mantaị.
28 Ma otu a o wee ruo, na site
n'aghụghọ agha nke a anyị wee-
re onwunwe nke obodo-ukwu
nke Mantaị na-enweghị nkwa-
fu ọbara.
29 Ma o wee ruo na mgbe

ndị-agha nile nke ndị Leman rutere nso obodo-ukwu ahụ, ma hụ na anyị nọ na njikere izute ha, ọ tụrụ ha n'anya karịa ma yie ha egwu, nke mere na ha gbabara n'ime ọzara ahụ.

30 E, ma o wee ruo na ndị-agha nile nke ndị Leman gbapụrụ site n'akụkụ nile nke ala ahụ. Mana lee, ha eburuwo ọtụtụ ndịnyom na ụmụ-ntakịrị pụọ site n'ala nke ahụ.

31 Ma [a]obodo-ukwu nile ndị ahụ ndị Leman wereworo, ha nile nọ n'oge mgbe nke a n'onwunwe nke anyị; ma ndị nna anyị nile na ndịnyom anyị na ụmụ anyị na-alaghachị n'ụlọ ha nile, ha nile ma ọbụghị ndị ahụ a kpọrọworo ka ndị-mkpọrọ ma ndị Leman ebupụ ha.

32 Mana lee, ndị-agha anyị nile dị ntakịrị n'ichekwa oke nnukwu ọnụ-ọgụgụ nke obodo-ukwu nile na oke nnukwu ihe onwunwe nile.

33 Mana lee, anyị tụkwasịrị obi na Chineke anyị onye nyeworo anyị mmeri n'ala ndị ahụ nile, nke mere na anyị enwetawo obodo-ukwu nile ndị ahụ na ala nile ndị ahụ, bụ ndị nke anyị.

34 Ugbua anyị amataghị ihe kpatara na ndị-ọchịchị anaghị ezitakwara anyị ume ọzọ; ọbụghị ma ndị nwoke ahụ bịakwutere anyị ha matara ihe mere anyị enwetabeghị ume karịrị nke a.

35 Lee, anyị amataghị kama na unu emerighị, ma unu akpụrụwo ndị-agha nile pụọ n'ime akụkụ ala ebe ahụ; ọ bụrụ otu ahụ, anyị achọghị ịtamu.

36 Ma ọ buru na ọdịghị otu ahụ, lee, egwu na-atụ anyị na e nwere [a]nkewa na ndị-ọchịchị ahụ, mere na ha anaghị ezitakwara anyị ndị nwoke ọzọ inyere anyị aka; n'ihi na anyị matara na ha dị imerime n'ọnụ-ọgụgụ karịa nke ahụ ha zitaworo.

37 Mana, lee, ọ dịghị ihe o mere — anyị tụkwasịrị-obi na Chineke [a]ga-anapụta anyị, na-agbanyeghị adịghị-ike nke ndị-agha anyị nile, e, ma napụta anyị site n'aka nile nke ndị-iro anyị.

38 Lee, nke a bụ afọ nke iri abụọ na iteghete, na nso ngwụcha, ma anyị nọ na njide onwunwe nke ala anyị nile; ma ndị Leman agbagawo n'ala nke Nifaị.

39 Ma ụmụ-nwoke nile nke ndị nke Amọn, ndị nke m toworo otuto di ukwu maka ha, mụ na ha nọ n'obodo-ukwu nke Mantaị; ma Onye-nwe akwadowo ha, e, ma debe ha ka ha ghara ịda site na mma-agha, nke mere na ọbụna [a]otu mkpụrụ-obi e gbụghị ya.

40 Mana lee, ha anatawo ọtụtụ mmerụ-arụ; na-agbanyeghị ha guzosịrị ike na [a]ntọhapụ ahụ n'ebe nke Chineke meworo ka ha nwere onwe ha; ma ha siri ike n'icheta Onye-nwe Chineke ha site n'ụbọchị ruo n'ụbọchị; e, ha na-elezi-anya idebe usoro-iwu ya nile, na ikpe ya nile, na iwu-nsọ ya nile esepụghị-aka;

31*a* Alma 56:14.
36*a* Alma 61:1–5.
37*a* 2 Ndez. 17:38–39.
39*a* Alma 56:56.
40*a* NGAN Ntọhapụ.

ma okwukwe ha siri ike n'amụ-
ma nile ahụ gbasara ihe ahụ nke
ga-abịa.
41 Ma ugbua, nwanne m nwo-
ke m hụrụ n'anya, Moronaị, ka
Onye-nwe Chineke anyị, onye
gbapụtaworo anyị ma mee ka
anyị nwere onwe anyị, debe
gị esepụghị-aka n'iru ya; e, ma
ka ọ gọzie ndị nke a, ọbụna
ka unu nwe mmeri n'inweta
onwunwe ihe nile nke ndị
Leman naraworo anyị, nke bụ
maka nkwado anyị. Ma ugbua,
lee, emechie m akwụkwọ-ozi
m. Abụ m Hilaman, nwa nwo-
ke nke Alma.

## ISI 59

*Moronaị wee gwa Pehoran ka ọ gbaa ndị-agha nke Hilaman ume—Ndị Leman wee were obodo-ukwu nke Nifaịha—Moronaị weere ndị-ọchịchị iwe. Ihe dịka n'afọ 62 tutu amụọ Kraịst.*

UGBUA o wee ruo n'afọ nke
iri-atọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe
na-achị ndị nke Nifaị, mgbe
Moronaị nataworo ma gụwo-
kwa [a]akwụkwọ-ozi nke Hilaman,
ọ ñụrịrị ọñụ karịa n'ihi ọdịmma
ahụ, e, mmeri ahụ karịrị akarị
nke Hilaman nweworo, n'inwe-
ta ala nile ndị ahụ furu efu.
2 E, ma o mere ka ndị ya mata
ya, n'ala ahụ nile gburu-gburu
n'akụkụ ebe ahụ ọ nọ, ka ha wee
ñurịa kwa ọñụ.
3 Ma o wee ruo na otu mgbe
ahụ o zipụụrụ [a]Pehoran [b]akwụ-
kwọ-ozi, na-achọ ka o mee ka
ndị nwoke gbakọta ịgba Hila-
man ume, ma-ọbụ ndị-agha nile
nke Hilaman, nke ga-eme ka ọ
dịrị ya mfe ilekọta akụkụ ala ebe
ahụ nke e meworo ka o si n'ụzọ
dị ebube otu a mee nke ọma
n'inwetaghachị.
4 Ma o wee ruo mgbe Moronaị
zipụworo akwụkwọ-ozi nke a
n'ala nke Zarahemla, ọ malitere
ọzọ ịtụ atụmatụ ka o wee nweta
ihe ndị fọdụrụ n'ime ihe onwu-
nwe nile ndị ahụ na obodo-
ukwu nile nke ndị Leman nara-
woro ha.
5 Ma o wee ruo na mgbe
Moronaị nọ otu a na-eme njike-
re nile ịga megide ndị Leman
n'ịlụ-agha, lee, ndị nke Nifaịha,
ndị nke gbakọtara ọnụ site n'o-
bodo-ukwu nke Moronaị ahụ na
obodo-ukwu nke Lihaị na obo-
do-ukwu nke Moriantọn, ndị
Leman bara ha ọgụ.
6 E, ọbụna ndị ahụ a kwagi-
deworo ka ha gbapụ site n'ala
nke Mantaị, na site n'ala dị
gburu-gburu, abịafetawo ma
sonyere ndị Leman n'akụkụ
ala nke a.
7 Ma otu a ebe ha dị imerime
n'ọnụ-ọgụgụ karịa, e, ma na-
anata mgbamume site n'ụbọchị
ruo n'ụbọchị, site n'iwu nke
Amorọn ha pụtara megide ndị
nke Nifaịha, ma ha malitere
igbu ha na nnukwu ogbugbu
karịrị akarị.
8 Ma ndị-agha ha nile dị ime-
rime n'ọnụ-ọgụgụ nke mere na
ndị nke fọdụrụ n'ime ndị nke
Nifaịha ahụ e mere ka ha gba-
pụ site n'iru ha; ma ha bịara

**59** 1*a* Alma 56:1. 3*a* Alma 50:40. *b* Alma 60:1–3.

ọbụna ma sonyere ndị-agha nke
Moronaị.
9 Ma ugbua dịka Moronaị
cheworo na e kwesịrị inwe ndị
nwoke e zigara obodo-ukwu
Nifaịha, maka enyem-aka nke
ndị ahụ iji lekọta obodo-ukwu
ahụ, ma ebe ọ matara na ọ kara
dị mfe idebe obodo-ukwu ahụ
ka ọ ghara ịdaba n'aka nke ndị
Leman karịa ịnataghachị ha ya,
o chere na ọ ga-adịrị ha mfe ile-
kọta obodo-ukwu ahụ.
10 Ya mere o debere ndị-agha
ya nile ilekọta ebe nile ndị ahụ
nke ọ nataghachịworo.
11 Ma ugbua, mgbe Moronaị
hụrụ na obodo-ukwu nke
Nifaịha a tufuwo ya o wutere
ya karịa, ma ọ malitere inwe obi
abụọ, n'ihi ajọọ-omume nke ndị
ahụ, ma ha agaghị adaba n'aka
nke ụmụnne ha nwoke.
12 Ugbua nke a bụ otu ọ dị
n'ebe ndị-isi ọchị-agha ya nile
nọ. Ha nwere obi abụọ ma ọ tụ-
kwara ha n'anya n'ihi ajọọ-omu-
me nke ndị ahụ, ma nke a n'ihi
mmeri nke ndị Leman meriri ha.
13 Ma o wee ruo na Moronaị
iwe were ya n'ebe ndị-ọchịchị
nọ, n'ihi [a]achọghị-ịma gbasara
inwere-onwe nke mba ha.

## ISI 60

*Moronaị wee kpesara Pehoran maka otu ndị-ọchịchị siri n'eleghara ndị-agha nile ahụ anya—Onye-nwe na-ekwe ka e gbuo ndị-ezi-omume—Ndị Nifaị ga-ejirịrị ike ha nile na ihe nile ha nwere napụta onwe ha site n'aka ndị-iro ha nile—Moronaị wee majaa ịlụso ndị-ọchịchị ọgụ ma ọbụghị na e wetaara ndị-agha ya nile enyem-aka. Ihe dịka n'afọ 62 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na o dere ọzọ de-
gara onye-ọchịchị nke ala ahụ,
onye bụ Pehoran, ma ndị a bụ
okwu ndị ahụ nile o dere, na-
asị: Lee, e zipu m akwụkwọ-ozi
m nye Pehoran, n'obodo nke
Zarahemla, onye bụ [a]onye-isi-
ikpe na onye-ọchịchị n'obodo-
ukwu ahụ, na kwa nye ndị nile
ndị nke a họpụtaworo ịchị na
ijikwa ihe nile gbasara agha
nke a.
2 N'ihi na lee, e nwere m ihe
ole na ole m ga-agwa ha n'ụdị
amam-ikpe; n'ihi na lee, unu
n'onwe unu matara na a họpụ-
tawo unu ịkpọkọta ndị mmadụ
ọnụ, ma nye ha mma agha nile,
na mma-agha-rọrọ-arọ, na ụdị
ngwa-ọgụ nile n'ụdị ọbụla dị
iche iche, ma zipụga ha imegi-
de ndị Leman, n'akụkụ ọbụla ha
ga-esi bata n'ala anyị.
3 Ma ugbua lee, asị m unu na
mụ n'onwe m, na kwa ndịkom
mụ, na kwa Hilaman na ndịkom
ya, atawo nnukwu ahụhụ karịrị
akarị; e, ọbụna agụụ, akpịrị-
ịkpọ-nkụ, na ike-ọgwụgwụ, na
mkpagbu nile n'ụdị ọbụla dị
iche iche.
4 Mana lee, ọbụrụ na nke a
agwụsịwo ihe nile anyị taworo
ahụhụ ya anyị agaghị atamu
ma-ọbụ kpesa-mkpesa.
5 Mana lee, nnukwu ka ogbu-
gbu ahụ diworo n'etiti ndị nke
anyị; e, ọtụtụ puku adawo site
na mma-agha, ebe ọ gaara abụ

13*a* Alma 58:34; 61:2–3.
**60** 1*a* Alma 50:39–40.

na nsụgharị ya ma ọbụrụ na unu
nyeworọrịị ndị-agha anyị ume
ga-ezuru ha ma nyere ha aka. E,
nnukwu ka nleghara-anya unu
dị n'ebe anyị nọ.
6 Ma ugbua lee, anyị chọrọ
ịmata ihe kpatara nnukwu nle-
ghara-anya nke a karịrị akarị; e,
anyị chọrọ ịmata ihe kpatara
ọnọdụ echeghị-echiche unu.
7 Unu nwere ike iche na unu
ga-anọdụ n'oche-eze unu nile
n'ọnọdụ echeghị-echiche nke
enweghị-uche, ebe ndị iro unu
nile na-agbasa ọrụ nke ọnwụ
gburu-gburu unu? E, ebe ha na-
egbu ọtụtụ puku ụmụnne unu
nwoke.
8 E, ọbụna ndị ahụ lekwasịrị
unu anya maka nchekwa, e,
edebewo unu n'ọnọdụ nke unu
gaara enwe ike inyere ha aka,
e, unu gaara enwe ike izigara
ha ndị-agha, ịgba ha ume, ma
gakwaara azọpụta ọtụtụ puku
n'ime ha site n'ịda site na
mma-agha.
9 Mana lee, nke a abụghị ihe
nile—unu ejịchiwo ihe-oriri
unu n'ebe ha nọ, nke mere ma
ọtụtụ alụwo-ọgụ ma gbafusịa
ndụ ha nile n'ọbara n'ihi nnu-
kwu ọchịchọ nile nke ha nwere
maka ọdịmma nke ndị a; e, ma
nke a ka ha meworo mgbe ọfọ-
dụrụ ntakịrị ka ha [a]nwụọ na
agụụ, n'ihi nleghara-anya unu
karịrị akarị n'ebe ha nọ.
10 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke ndị m hụrụ n'anya—n'ihi na
unu kwesịrị ịbụ ndị a hụrụ n'a-
nya; e, ma unu kwesịrị ịkpọte-
wọrịị onwe-unu ịgbalịsịke karịa
maka ọdịmma na inwere-onwe
nke ndị a; mana lee, unu elegha-
rawo ha anya nke mere na ọbara
nke ọtụtụ puku ga-abịakwasị
unu n'isi n'ịbọ-ọbọ; e, n'ihi na
Chineke amatawo ibe akwa ha
nile, na ịta-ahụhụ ha nile—
11 Lee, unu nwere ike iche
na unu ga-anọdụ n'oche-eze
unu nile, ma n'ihi ịdị-mma nke
Chineke karịrị akarị unu enwe-
ghị-ike ime ihe ọbụla ma ọ ga-
anapụta unu? Lee, ọbụrụ na unu
chere nke a unu echewo n'efu.
12 Unu [a]chere na, n'ihi na ọtụ-
tụ ụmụnne unu nwoke e gbuwo
ha ọ bụ n'ihi ajọọ-omume ha?
Asị m unu, ọbụrụ na unu chere
nke a unu echewo n'efu; n'ihi na
asị m unu, e nwere ọtụtụ ndị
daworo na mma-agha; ma lee ọ
bụ na amam-ikpe unu;
13 N'ihi na Onye-nwe na-ekwe
ka e gbuo [a]ndị ezi-omume ka
ikpe ziri-ezi na ikpe-ikpe ya wee
bịakwasị ndị ajọọ-omume; ya
mere unu ekwesịghị iche na ndị
ezi-omume efuwo n'ihi na e
gburu ha; kama lee, ha na-aba
n'ime izu-ike nke Onye-nwe
Chineke ha.
14 Ma ugbua lee, asị m unu,
egwu na-atụ m karịa na ikpe
nile nke Chineke ga-abịakwasị
ndị a, n'ihi ume-ngwụ ha karịrị
akarị, e, ọbụna ume-ngwụ nke
ndị-ọchịchị anyị, na nnukwu
nleghara-anya karịrị-akarị n'ebe
ụmụnne ha nwoke nọ, e, n'ebe
ndị ahụ e gbuworo egbu nọ.
15 N'ihi na ma ọbụghị n'ihi
[a]ajọọ-omume nke malitere na
mbụ n'isi anyị, anyị gaara enwe

9*a* Alma 58:7.
12*a* Luk 13:1–5.
13*a* Alma 14:10–11; OznỌd. 42:46–47.
15*a* Alma 51:9, 13.

ike iguzogide ndị-iro anyị nile
nke ga-eme ka ha ghara inwe ike
imeri anyị.
16 E, ma ọbụghị maka [a]agha
nke malitere n'etiti anyị n'onwe
anyị; e, ma ọbụghị maka [b]ndị
ọchọ-eze a, ndị wetara oke nnu-
kwu ịkwafu ọbara n'etiti anyị
n'onwe anyị; e, n'oge anyị na-
adọ ndọrọ-ndọrọ n'etiti anyị
n'onwe anyị, ọbụrụ na anyị jikọ-
tara ume anyị dịka anyị meworo
na mbụ; e, ma ọbụghị maka
ọchịchọ nke ike na ikike nke ndị
ọchọ-eze nwere n'ebe anyị nọ;
ọbụrụ na ha kwesịrị ntụkwasị-
obi n'ụzọ nke inwere-onwe anyị,
ma jikọta ọnụ anyị na ha, ma
gaa n'iru imegide ndị-iro anyị,
karịa iwelite mma-agha ha nile
imegide anyị, nke bụ ihe kpata-
ra oke nnukwu ịkwafu-ọbara
n'etiti anyị n'onwe anyị; e, ọbụ-
rụ na anyị gara n'iru imegide ha
n'ume nke Onye-nwe, anyị gaa-
ra agbasawo ndị iro anyị nile,
n'ihi na a gaara emewo ya, dịka
mmezu nke okwu ya siri dị.
17 Mana lee, ugbua ndị Leman
na-abịakwasị anyị, na-ewere
onwunwe nke ala anyị nile, ma
ha ji mma-agha na-egbu ndị nke
anyị, e, ndịnyom anyị na ụmụ
anyị, na kwa na-adọkpụrụ ha
n'agha, na-eme ha ka ha na-ata
ahụhụ ụdị mkpagbu nile dị iche
iche, ma nke a n'ihi nnukwu
ajọọ-omume nke ndị ahụ na-
achọ ike na ikike, e, ọbụna ndị
ọchọ-eze ahụ.
18 Mana gịnị mere m ji na-
ekwu nnukwu gbasara ihe nke
a? N'ihi na anyị amataghị karịa
na unu n'onwe unu na-achọ
inwe ikike. Anyị amataghị karịa
na unu bụ kwa ndị nrapụta nye
mba unu.
19 Ma-ọbụ na unu elegharawo
anyị anya n'ihi na unu nọ n'obi
mba anyị ma ndị-nche gbara
unu gburu-gburu, nke mere na
unu ekweghị ka e zitara anyị
nri, na kwa ndịkom ịgba ndị-
agha anyị ume?
20 Unu echefuwo iwu-nsọ nile
nke Onye-nwe Chineke unu? E,
unu echefuwo ndọkpụ n'agha
nke ndị nna anyị? Unu echefu-
wo ọtụtụ oge ndị ahụ anapụta-
woro anyị site n'aka nile nke
ndị-iro anyị?
21 Ma-ọbụ unu na-eche na
Onye-nwe ka ga-anapụta anyị,
mgbe anyị nọdụrụ n'oche-eze
anyị nile ma ghara iji ihe anyị
nwere nke Onye-nwe nyeworo
anyị mee ihe?
22 E, unu ga-anọdụ na nkịtị ka
a gbaa unu gburu-gburu jiri ọtụ-
tụ puku nke ndị ahụ, e, na iri-iri
puku, ndị nke nọdụkwara na
nkịtị, mgbe e nwere ọtụtụ puku
gbara gburu-gburu n'oke-ala
nile nke ala ahụ ndị na-ada site
na mma-agha, e, emerụrụ arụ
ma na-agba ọbara?
23 Unu chere na Chineke ga-
elekwasị unu anya dịka ndị ikpe
na-amaghị ebe unu nọdụrụ
nwayọ ma na-ele ihe ndị a nile?
Lee asị m unu, E-e. Ugbua ọ dị
m ka unu cheta na Chineke
ekwuwo na [a]ime iko a ga-ebu
ụzọ mee ka ọ dị ọcha, ma mgbe
ahụ ka a ga-eme ka azụ iko dị
kwa ọcha.

16*a* Alma 51:16–19. *b* Alma 51:5, 8. 23*a* Mat. 23:25–26.

24 Ma ugbua, ma ọbụghị na
unu chegharịrị n'ihe nke unu
meworo, ma malite ịdị uchu, ma
zipụtara anyị nri na ndịkom, na
kwa zigara Hilaman, ka o wee
kwado akụkụ nile ndị ahụ nke
mba anyị nke o wetaghachịwo-
ro, ma ka anyị nwetaghachị kwa
ihe onwunwe anyị nile nke fọ-
dụrụ n'akụkụ ebe a nile, lee ọ
ga-adị mkpa na anyị kwụsịrị
ndọrọ ndọrọ anyị na ndị Leman
ruo mgbe anyị buworo ụzọ mee
ka ime iko anyị dị ọcha, e, ọbụna
nnukwu onye-isi nke ọchịchị ala
anyị.
25 Ma ma-ọbụghị na unu kwe-
re akwụkwọ-ozi m, ma pụta ma
gosị m ezigbo [a]mụọ nke inwere-
onwe, ma gbalịa ịgba-ume na
ịwụsị ndị-agha anyị nile ike, ma
nye ha nri maka nkwado ha, lee
a ga m ahapụ otu akụkụ nke
inwere-onwe m iji chekwa akụ-
kụ ala anyị ebe a, ma aga m aha-
pụ ume ahụ na ngọzi nile nke
Chineke ka ọ dakwasị ha, nke
ga-eme na ọdịghị ike ọzọ ọbụla
nwere ike ịrụ-ọrụ megide ha—
26 Ma nke a n'ihi okwukwe
ha karịrị-akarị, na ndidi ha
n'mkpagbu ha nile—
27 Ma aga m abịakwute unu,
ma ọbụrụ na o nwere onye ọbụ-
la n'etiti unu nke nwere ọchịchọ
maka inwere-onwe, e, ọbụrụ na
o nwere ọbụna otu icheku ọkụ
nke inwere-onwe fọdụrụ, lee
aga m akpasu ọgba-aghara n'e-
titi unu, ọbụna ruo mgbe ndị
ahụ chọworo ịpụrụ ike na ikike
ga-abụ ndị ekpochapụrụ.
28 E, lee, anaghị m atụ-egwu
ike unu ma-ọbụ ikike unu, kama
ọ bụ [a]Chineke m bụ onye m na-
atụ egwu; ma ọ bụ dịka iwu-nsọ
ya nile siri dị ka m na-ewere
mma-agha m ichekwa ụzọ nke
mba m, ma ọ bụ n'ihi ajọọ-omu-
me unu ka anyị jiworo taa ahụ-
hụ oke nnukwu ntufu.
29 Lee oge eruọla, e, oge ahụ
abịaruwo ugbua, na ma ọbụghị
na unu kwalitere onwe unu na
nchekwa nke mba unu na ụmụ-
ntakịrị unu nile, [a]mma-agha nke
ikpe-ziri-ezi koro n'ofe isi unu:
e, ma ọ ga-adakwasị unu ma
leta unu ọbụna ruo n'ibibi unu
kpam-kpam.
30 Lee, ana m ele anya enyem-
aka site n'ebe unu nọ; ma, ma
ọbụghị na unu lebara-anya na
mbelata mgbu anyị, lee, abịa-
kwute m unu, ọbụna n'ala nke
Zarahemla, ma jiri mma-agha
tida unu, nke mere na unu
enwekwaghị ike ịkwusị ọgan'i-
ru nke ndị a dịka n'ụzọ nke
inwere-onwe anyị.
31 N'ihi na lee, Onye-nwe
agaghị ekwe na unu ga-ebi na-
agbasi-ike n'ajọọ-omume nile
ibibi ndị ezi-omume ya.
32 Lee, unu nwere-ike iche na
Onye-nwe ga-edebe unu ma
pụta n'ikpe-ikpe megide ndị
Leman, mgbe ọ bụ omenala
nke ndị nna ha bụ ihe kpatara
ịkpọ-asị ha, e, ma ndị ahụ nupu-
woro isi site n'ebe anyị nọ eme-
wo ya ugbọrọ abụọ ọzọ, ebe
ajọọ-omume unu bụ maka ịhụ
n'anya nke otuto unu na ihe efu
nile nke ụwa?
33 Unu matara na unu na-ejehie

25*a* Alma 51:6; 61:15.
28*a* Ọlndoz. 5:26–29.
29*a* Hil. 13:5; 3 Nif. 2:19.

iwu-nsọ nile nke Chineke, ma
unu matara na unu na-azọgide
ha n'okpuru ụkwụ unu. Lee,
Onye-nwe sịrị m: Ọbụrụ na ndị
ahụ unu họpụtaworo ịbụ ndị
ọchịchị unu echegharịghị site na
mmehie ha nile na ajọọ-omume
ha nile, unu ga-agalite ịlụ-agha
megide ha.
34 Ma ugbua lee, mụ, Moronaị,
a kwagidere m, dịka ọgbụgba-
ndụ ahụ siri dị nke m gbaworo
idebe iwu-nsọ nile nke Chineke
m; ya mere ọ ga-adị m mma
ka unu na-edebe okwu nke
Chineke ahụ, ma zitara m
ọsọ-ọsọ ụfọdụ ihe-oriri unu
nile na ndịkom unu, na kwa
nye Hilaman.
35 Ma lee, ọbụrụ na unu agaghị
eme nke a abịakwute m unu
ọsọ-ọsọ; n'ihi na lee, Chineke
agaghị ekwe ka anyị laa n'iyi
n'agụụ; ya mere ọ ga-enye anyị
ụfọdụ nri unu, ọbụna ma ọbụrụ
na ọ ga-abụrịrị site na mma-
agha. Ugbua hụ na unu mezuru
okwu nke Chineke.
36 Lee, abụ m Moronaị, onye-
isi ọchị-agha unu. A [a]naghị
m achọ ike, kama ịdọda ya. A
naghị m achọ nkwanye ugwu
nke ndị ụwa, kama otuto nke
Chineke m, na inwere-onwe na
ọdịmma nke mba m. Ma otu a
emechie m akwụkwọ-ozi m.

## ISI 61

*Pehoran wee gwa Moronaị maka ọgba-aghara na nnupụ-isi megide ndị ọchịchị ahụ—Ndị ọchọ-eze wee were Zarahemla ma nọọ na nkwekọrịta ha na ndị Leman—Pehoran wee rịọ maka enyem-aka ngwa-agha megide ndị nnupụ-isi ahụ nile. Ihe dịka n'afọ 62 tutu amụọ Kraịst.*

Lee, ugbua o wee ruo na ngwa-
ngwa Moronaị zipụworo akwụ-
kwọ-ozi ya nye onye-isi ọchị-
chị, ọ natara akwụkwọ-ozi site
n'aka [a]Pehoran, onye-isi ọchịchị.
Ma ndị a bụ okwu nile nke ọ
natara:
2 Mụ, Pehoran, onye abụ m
onye-isi ọchịchị nke ala nke a,
na-ezigara Moronaị okwu nile
ndị a, onye-isi ọchị-agha na-achị
ndị-agha. Lee, asị m gị, Moro-
naị, anaghị m enwe ịṅụrị ọṅụ na
nnukwu [a]mkpagbu nile unu, e,
ọ na ewute mkpụrụ-obi m.
3 Mana lee, o nwere ndị na-
aṅụrị ọṅụ na mkpagbu unu nile,
e, nke mere na ha ebiliwo na
nnupụ-isi megide m, na kwa ndị
nke m ahụ bụ [a]ndị nwere onwe
ha, e, ma ndị ahụ biliteworo dị
imerime n'ọnụ-ọgụgụ karịa.
4 Ma ọ bụ ndị ahụ chọworo
ịwepụ oche-ikpe ahụ site n'aka
m bụ ndị kpataworo nnukwu
ajọọ-omume nke a: n'ihi na ha
ejiriwo nnukwu otuto n'esighị
n'obi, ma ha edufuwo obi nile
nke ọtụtụ mmadụ, nke ga-abụ
ihe ga-akpata mkpagbu dị-
egwu n'etiti anyị; ha ejịchiwo
ihe-oriri anyị nile, ma ha amaja-
wo ndị anyị nwere-onwe ha ka
ha ghara ịbịakwute gị.
5 Ma lee, ha achụpụwo m n'iru

36*a* OznỌd. 121:39–42.
**61** 1*a* Alma 50:39–40.
2*a* Alma 60:3–9.
3*a* Alma 51:6–7.

ha, ma agbagawo m ala nke
Gịdiọn, kpọrọ ndịkom ole m
nwere ike inweta.
6 Ma lee, ezigawo m ọmụma-
ọkwa gazuo akụkụ ala nke a; ma
lee, ha na-gbakọta kwute anyị
kwa ụbọchị, rute na ngwa-agha
ha nile, na nchekwa nke mba
ha na [a]inwere-onwe ha, na ibọ-
ọbọ ihe nile e mejọrọ anyị.
7 Ma ha abịakwutewo anyị,
nke mere na ndị nke biliteworo
na nnupụ-isi megide anyị egu-
zogidere ha, e, nke mere na ha
na-atụ anyị egwu ma ha agaghị
anwa-anwa ịpụta ịbịa megide
anyị n'ịlụ agha.
8 Ha enwetawo onwunwe nke
ala ahụ, ma-ọbụ obodo-ukwu
ahụ, nke Zarahemla; ha ahọ-
pụtawo eze ga-achị ha, ma o
degaworo eze nke ndị Leman
akwụkwọ, n'ime nke o sonye-
woro njikọta-ọnụ ya na ha;
n'ime nke njikọta ahụ o kwere-
wo ichekwa obodo-ukwu nke
Zarahemla ahụ, nchekwa nke o
chere ga-enyere ndị Leman aka
imeri ala ndị ahụ fọdụrụ, ma a
ga-edebe ya eze na-achị ndị a
mgbe a ga-emeri ha n'okpuru
ndị Leman.
9 Ma ugbua, n'ime akwụkwọ-
ozi gị ị kwutọwo m, mana ọ
dịghị ihe o mere; iwe anaghị
ewe m, kama ana m añụrị-ọñụ
na nnukwu obi nke gị. Mụ,
Pehoran, anaghị achọ ike, ma
ọbụghị nanị idebe oche-ikpe
m ka m wee chekwaa ihe nile
ruru ha na ntọhapụ nke ndị m.
Mkpụrụ-obi m na-eguzosike na
ntọhapụ ahụ n'ime nke Chineke
meworo ka anyị [a]nwere onwe
anyị.
10 Ma ugbua, lee, anyị ga egu-
zogide ajọọ-omume ọbụna ruo
n'ịkwafu ọbara. Anyị agaghị
akwafu ọbara nke ndị Leman
ma ọbụrụ na ha ga-anọdụ n'ala
nke ha.
11 Anyị agaghị akwafu ọbara
nke ụmụnne anyị nwoke ma
ọbụrụ na ha agaghị ebilite na
nnupụ-isi ma buru mma-agha
imegide anyị.
12 Anyị ga-edebe onwe anyị
n'ibu-arọ nke ịbụ-oru ma ọbụ-
rụ na ọ dị mkpa site na ikpe-zi-
ri-ezi nke Chineke, ma-ọbụ
ọbụrụ na ọ ga-enye anyị iwu
ime otu ahụ.
13 Mana lee o nyeghị anyị
iwu na anyị ga-edebe onwe-
anyị n'okpuru ndị iro anyị,
kama na anyị ga-etinye [a]ntụ-
kwasị-obi anyị na ya, ma ọ ga-
anapụta anyị.
14 Ya mere, nwanne m nwoke
m hụrụ n'anya, Moronaị, ka
anyị guzogide ihe ọjọọ, ma ihe
ọjọọ ọbụla anyị na-enweghị ike
iguzogide n'okwu anyị nile, e,
ndị dị ka nnupụ-isi na nghọta-
hịe nile, ka anyị jiri mma-agha
anyị nile [a]guzogide ha, ka anyị
wee nwe ike debe inwe-onwe
anyị, ka anyị wee nwe ike ñụrịa
ọñụ n'ime nnukwu ohere nke
nzukọ-nsọ anyị, na n'ihe gba-
sara Onye-mgbapụta anyị na
Chineke anyị.
15 Ya mere, bịakwute m ọsọ-
ọsọ gị na ndịkom gị ole na ole,

6*a* NGAN Inwere-onwe, Nnwere-onwe; Ntọhapụ.
9*a* Jọn 8:31–36; OznỌd. 88:86.
13*a* NGAN Okwukwe; Ntụkwasị-obi.
14*a* Alma 43:47.

ma ghara ndị fọdụrụ na nche-
do nke Lihaị na Tiankọm; nye
ha ike idu ndị-agha n'akụkụ ala
ahụ, dịka [a]Mụọ nke Chineke siri
dị, nke bụ kwa mụọ nke inwere-
onwe nke dị n'ime ha.
16 Lee ezigaworo m ha ihe-
oriri ole na ole, ka ha ghara
ịnwụ ruo mgbe ị ga-enwe-ike
bịakwute m.
17 Kpọkọta ndị-agha ọbụla
unu nwere ike mgbe unu n'azọ-
ije n'ebe a, ma anyị ga-aga
ngwa-ngwa megide ndị nghọ-
tahịe nile ahụ, n'ume nke
Chineke anyị dịka okwukwe
ahụ nke dị n'ime anyị siri dị.
18 Ma anyị ga-ewere onwu-
nwe nke obodo-ukwu nke Za-
rahemla, ka anyị wee nweta nri
ọzọ izigara Lihaị na Tiankọm;
e, anyị ga-aga n'iru megide ha
n'ume nke Onye-nwe, ma anyị
ga-etinye na ngwụcha nnukwu
ajọọ-omume nke a.
19 Ma ugbua, Moronaị, ana m
enwe ịñụrị ọñụ n'ịnata akwụ-
kwọ-ozi gị, n'ihi na e nwetụrụ
m nsogbu gbasara ihe anyị kwe-
sịrị ime, ma ọ ga-abụ ihe ziri-ezi
n'ime anyị ịga megide ụmụnne
anyị nwoke.
20 Mana ị sịwo, ma ọbụghị na
ha chegharịrị Onye-nwe enye-
wo gị iwu-nsọ ka ị ga megide ha.
21 Hụ na ị [a]gbara Lihaị na
Tiankọm ume n'ime Onye-nwe;
gwa ha ka ha ghara ịtụ egwu,
n'ihi na Chineke ga-anapụta ha,
e, na kwa ndị nile guzogidere na
ntọhapụ ahụ nke Chineke jiwo-
ro mee ka ha nwere onwe ha.
Ma ugbua ana m emechi akwụ-
kwọ-ozi m nye nwanne m nwo-
ke m hụrụ n'anya, Moronaị.

## ISI 62

*Moronaị wee zọrọ-ije gaa inyere Pehoran aka n'ala nke Gịdiọn — Ndị ọchọ-eze ahụ jụrụ ichekwa mba ha e gburu ha — Pehoran na Moronaị wee wereghachị Nifaịha — Ọtụtụ ndị Leman sonyere ndị nke Amọn — Tiankọm wee gbuo Amorọn ma e gburu ya otu aka ahụ — Ndị Leman a chụpụrụ ha site n'ala ahụ, ma e hiwere udo — Hilaman wee laghachị n'ije-ozi ahụ ma wee wụlite Nzukọ-nsọ ahụ. Ihe dịka n'afọ 62 ruo 57 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
Moronaị nataworo akwụkwọ-
ozi a obi ya nwere mgbam-ume,
ma o jupụtara n'ọñụ karịrị akarị
n'ihi ikwesi-ntụkwasị-obi nke
Pehoran, na ọbụghị kwa onye
[a]nrapụta nye inwere-onwe na
ụzọ nke mba ya.
2 Mana o ruru uju karịa n'ihi
ajọọ-omume nke ndị chụpụwo-
ro Pehoran site n'oche-ikpe ahụ,
e, na mkpirisi n'ihi ndị nupuwo-
ro isi megide mba ha na kwa
Chineke ha.
3 Ma o wee ruo na Moronaị
kpọọrọ ntakịrị ọnụ-ọgụgụ ndị-
kom, dịka Pehoran siri chọọ, ma
nye Lihaị na Tiankọm ọchịchị
maka ndị fọdụrụ na ndị-agha
ya, ma were ọzịzọ-ije ya chee iru
n'ala nke Gịdiọn.
4 Ma o welitere [a]usoro nke

15*a* 2 Ndị-Kọ 3:17.
NGAN Mụọ Nsọ.
21*a* Zek. 10:12.
**62** 1*a* Alma 60:18.
4*a* Alma 46:12–13, 36.
NGAN Ọkọlọtọ.

[b]ntọhapụ n’ebe ọbụla ọ bara, ma
nweta ụdị ndị-agha ọbụla o
nwere ike n’ịzọ-ije ya nile ịga-
ala nke Gịdiọn.

5 Ma o wee ruo na ọtụtụ puku
gbakọtakwutere usoro ya, ma
bulite mma-agha ha nile na
nchekwa nke inwere-onwe ha,
ka ha ghara ịbịa baa n’ịbụ-oru.

6 Ma otu a, mgbe Moronaị
kpọkọtaworo ndịkom nile o
nwere ike n’ịzọ-ije ya nile, ọ bịa-
ruru n’ala nke Gịdiọn; ma n’iji-
kọta ndị-agha ya na ndị nke
Pehoran ha siri ike karịa, ọbụ-
na sie ike karịa ndịkom nke
Pekọs, onye bụ [a]eze nke ndị
nghọtahịe nile ahụ chụpụworo
ndị ahụ [b]nwere onwe ha site
n’ala nke Zarahemla ma ha
ewerewo onwunwe nke ala ahụ.

7 Ma o wee ruo na Moronaị
na Pehoran, gbadara ha na ndị-
agha ha nile baa n’ime ala nke
Zarahemla, ma ga n’iru imegi-
de obodo-ukwu ahụ, ma ga-
kwuru ndịkom nke Pekọs, nke
mere na ha bịara ịlụ-agha.

8 Ma lee, Pekọs e gburu ya
ma ndịkom ya ka a kpọọrọ ndị-
mkpọrọ, ma Pehoran ewegha-
chiri ya n’oche-ikpe ya.

9 Ma ndịkom nke Pekọs nata-
ra ikpe ikpe ha, dịka iwu siri dị,
na kwa ndị-ọchọ-eze ahụ a kpọ-
rọworo ma tụba n’ụlọ-mkpọrọ;
ma e [a]gburu ha dịka iwu siri dị;
e, ndịkom nke Pekọs ahụ na ndị
ọchọ-eze ahụ, onye ọbụla na-
agaghị ewelite ngwa-ọgụ na
nchekwa nke mba ha, kama ga-
alụ ọgụ megide ya, e gburu ha.

10 Ma otu a ọ dị mkpa na iwu
nke a a ga-edebesi ya ike maka
nchekwa nke mba ha; e, ma
onye ọbụla a hụrụ na-agọnarị
inwere-onwe ha e gburu ya ọsọ-
ọsọ dịka iwu ahụ siri dị.

11 Ma otu a ka iri afọ atọ nke
ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị ndị
nke Nifaị siri gwụchaa; Moronaị
na Pehoran ebe ha weghachita-
woro udo n’ala nke Zarahemla,
n’etiti ndị nke ha, ebe ha kwagi-
deworo ọnwụ n’arụ ndị nile
ahụ na-ekwesịghị ntụkwasị-obi
n’ụzọ nke inwere-onwe ahụ.

12 Ma o wee ruo na mmalite
afọ nke iri atọ na otu nke ọchịchị
nke ndị-ikpe na-achị ndị nke
Nifaị, Moronaị otu mgbe ahụ
mere ka e ziga ihe oriri nile, na
kwa ndị-agha nke ndịkom puku
isii kwesịrị ka e zigara ha Hila-
man, inyere ya aka n’ichekwa
akụkụ ala ebe ahụ.

13 Ma o mekwara ka ndị-agha
nke ndịkom puku isii, tinyere
oke nri ga-ezu, a ga-ezigara ndị-
agha nile nke Lihaị na Tiankọm.
Ma o wee ruo na e mere nke a ka
e wusie ala ahụ ike megide ndị
Leman.

14 Ma o wee ruo na Moronaị
na Pehoran, ebe ha hapụrụ nnu-
kwu otu ndịkom n’ala nke Zara-
hemla, were ịzọ-ije ha kpọrọ
nnukwu otu ndịkom chee iru
n’ala nke Nifaịha, ebe ha kpebi-
woro ịkwatu ndị Leman n’obo-
do-ukwu ahụ.

15 Ma o wee ruo na dịka ha
na-azọ-ije chee iru n’ala ahụ,
ha kpọọrọ nnukwu otu nke
ndịkom nke ndị Leman, ma
gbuo ọtụtụ n’ime ha, ma were

4*b* NGAN Ntọhapụ.
6*a* Alma 61:4–8.
*b* Alma 51:5–7.
9*a* NGAN Isi
Ntaram-ahụhụ.

ihe oriri ha nile na ngwa-ọgụ
ha nile nke agha.
16 Ma o wee ruo mgbe ha
weresịworo ha, ha mere ka ha
baa n'ime ọgbụgba-ndụ na ha
agaghị ewelite kwa ngwa-ọgụ
ha nile nke agha ọzọ imegide
ndị Nifaị.
17 Ma mgbe ha baworo n'ime
ọgbụgba-ndụ nke a ha zigara ha
ibinyere ndị nke Amọn, ma ha
dị n'ọnụ-ọgụgụ ihe dịka puku
anọ ndị a na-egbubeghị.
18 Ma o wee ruo na mgbe ha
zipụworo ha, ha chụụrụ ịzọ-ije
ha chee iru n'ala nke Nifaịha.
Ma o wee ruo na mgbe ha bịaru-
woro obodo-ukwu nke Nifaịha,
ha rụnyere ụlọ ikwuu ha nile
n'ala larịị nile nke Nifaịha,
nke dị nso n'obodo-ukwu nke
Nifaịha.
19 Ugbua Moronaị chọrọ na
ndị Leman ga-apụta n'ịlụ-agha
megide ha, n'ala larịị nile ahụ;
mana ndị Leman, ebe ha matara
nnukwu ngbamume ha karịrị
akarị, ma na-ele nnukwu nke
ọnụ-ọgụgụ ha nile, ya mere ha
anwaghị-anwa ịpụta imegide
ha; ya mere ha abịaghị n'ịlụ-
agha n'ụbọchị ahụ.
20 Ma mgbe abalị bịara, Moro-
naị gara n'iru n'ọchịchịrị nke
abalị, ma bịakwasị elu mgbidi
ahụ inyopụta n'akụkụ obodo-
ukwu nke ndị Leman na-ezu
ike ha na ndị-agha ha.
21 Ma o wee ruo na ha nọ n'a-
kụkụ ọwụwa-anyanwụ, n'akụ-
kụ mbata; ma ha nile na-arahụ
ụra. Ma ugbua Moronaị lagha-
chịkwutere ndị-agha ya, ma mee
ka ha kwado ọsọ-ọsọ ụdọ nile
siri ike na ubube nile, a ga-atụda
site n'elu mgbidi ahụ baa n'ime
akụkụ mgbidi ahụ.
22 Ma o wee ruo na Moronaị
mere na ndịkom ya ga-azọga
ije ma bịakwasị elu mgbidi ahụ,
ma tụda onwe ha n'ime akụkụ
nke obodo-ukwu ahụ, e, ọbụna
n'akụkụ ọdịda-anyanwụ, ebe
ndị Leman na-anọghị na-ezu ike
ha na ndị-agha ha nile.
23 Ma o wee ruo na ha rịda-
chara ha nile n'ime obodo-ukwu
ahụ n'abalị, jiri ụdọ ha nile siri
ike na ubube ha nile; otu a mgbe
ụtụtụ bịara ha nile nọ n'ime
mgbidi nke obodo-ukwu ahụ.
24 Ma ugbua, mgbe ndị Leman
tetara n'ụra ma hụ na ndị-
agha nile nke Moronaị nọ n'ime
mgbidi ahụ nile egwu tụrụ ha
karịa, nke mere na ha gbafuru
site n'ọnụ-ụzọ.
25 Ma ugbua mgbe Moronaị
hụrụ na ha na-agbafu n'iru ya,
o mere na ndịkom ya ga-azọga
ije imegide ha, ma gbuo ọtụtụ,
ma gbaa ọtụtụ ndị ọzọ gburu-
gburu, ma kpọrọ ha ndị-mkpọ-
rọ; ma ndị fọdụrụ n'ime ha
gbabara n'ala nke Moronaị,
nke dị n'oke-ala nile n'akụkụ
osimiri.
26 Otu a ka Moronaị na
Pehoran sịworo nweta onwu-
nwe nke obodo-ukwu nke
Nifaịha ahụ n'enweghị ntufu
nke otu mkpụrụ-obi; ma e nwe-
re ọtụtụ nke ndị Leman e gburu.
27 Ugbua o wee ruo na
ọtụtụ nke ndị Leman ndị bụ
ndị-mkpọrọ chọrọ isonye [a]ndị
nke Amọn ma ghọọ ndị nwere-
onwe ha.

27*a* NGAN Ndị Antai-Nifaị-Lihaị.

28 Ma o wee ruo na ka ha ra bụ ndị chọrọ, dịka ha siri chọọ e kwenyere dịka ọchịchọ ha nile siri dị.
29 Ya mere, ndị-mkpọrọ nile nke ndị Leman sonyere ndị nke Amọn, ma malite ịlụsi ọlụ ike karịa, ịkọ ala, na-azụlite ụdị akụkụ-ubi nile, ma igwe-anụ nile ma igwe anụmanụ nile n'ụdị ọbụla dị iche iche; ma otu a ka e siri belatara ndị nke Nifaị nnukwu ibu-arọ ha; e, nke mere na e belatara ha n'ilekọta ndị-mkpọrọ nile nke ndị Leman.
30 Ugbua o wee ruo na Moronaị, mgbe o nwetaworo onwunwe nke obodo-ukwu nke Nifaịha ahụ, ebe ọ kpọrọworo ọtụtụ ndị-mkpọrọ, nke wedatara ndị-agha nile nke ndị Leman karịa, ma ebe o nwetaghachịworo ọtụtụ n'ime ndị nke Nifaị ndị a kpọrọworo ndị-mkpọrọ, nke mere ka ndị-agha nke Moronaị sie ike karịa; ya mere Moronaị gara n'iru site n'ala nke Nifaịha ruo n'ala nke Lihaị.
31 Ma o wee ruo na mgbe ndị Leman hụrụ na Moronaị na-abịa imegide ha, egwu tụkwara ha ọzọ ma ha gbafuru n'iru ndị-agha nke Moronaị.
32 Ma o wee ruo na Moronaị na ndị-agha ya chụrụ ha ọsọ site n'obodo-ukwu ruo n'obodo-ukwu, ruo mgbe Lihaị na Tiankọm zutere ha; ma ndị Leman ahụ gbafuru site n'ebe Lihaị na Tiankọm nọ, ọbụna gbada n'elu oke-ala nile dị n'akụkụ oke osimiri, ruo mgbe ha bịaruru n'ala nke Moronaị.
33 Ma ndị-agha nke ndị Leman nile gbakọtara, nke mere na ha nile nọ n'otu òtù n'ala nke Moronaị. Ugbua, Amorọn, eze nke ndị Leman, nọnyekwaara ha.
34 Ma o wee ruo na Moronaị na Lihaị na Tiankọm gara n'ebe izu-ike ha na ndị-agha ha nile gburu-gburu n'oke-ala nile nke Moronaị, nke mere na a gbara ndị Leman gburu-gburu n'oke-ala nile n'akụkụ ọzara ahụ dị na ndịda-ndịda, na n'oke-ala nile n'akụkụ ọzara di n'ọwụwa-anyanwụ.
35 Ma otu a ha no n'ebe izu-ike n'abalị ahụ. N'ihi na lee, ndị Nifaị na ndị Leman kwa ike gwụrụ ha n'ihi oke nnukwu nke ịzọ-ije ahụ; ya mere ha ekpebịghị n'ụzọ aghụghọ ọbụla n'oge abalị ahụ, ma ọbụghị Tiankọm; n'ihi na iwe were ya karịa n'ebe Amorọn nọ, nke mere na ọ tulere na Amorọn, na Amalakaịa nwanne ya nwoke, abụrụwọrịị [a]ndị kpatara nnukwu na agha ịnọ-ọdụ nke a dị n'etiti ha na ndị Leman, nke bụworo ihe kpatara oke nnukwu agha na nkwafu-ọbara, e, na oke nnukwu ụnwụ.
36 Ma o wee ruo na Tiankọm n'iwe ya gabara n'ime ebe izu-ike nke ndị Leman ahụ, ma rịda n'ofe mgbidi nke obodo-ukwu ahụ. Ma o jiri ụdọ gaba, site n'otu ebe ruo ebe ọzọ, nke mere na ọ hụrụ eze ahụ; ma ọ tụrụ ya [a]ube dị mfe, nke tụpuru ya n'akụkụ obi. Mana lee, eze ahụ kpọtere ụmụ-oru ya nile tutu ya a nwụọ, nke mere na ha chụrụ Tiankọm ọsọ, ma gbuo ya.

35*a* Alma 48:1.
36*a* Alma 51:33–34.

37 Ugbua o wee ruo na mgbe
Lihaị na Moronaị matara na
Tiankọm anwụwo o wutere ha
karịa; n'ihi na lee, ọ bụụrụ
nwoke lụwooro mba ya ọgụ
dịka dike, e, ezigbo enyi nke
ntọhapụ; ma ọ hụsịwo anya
ezigbo ọtụtụ mkpagbu siri ike.
Mana lee, o nwụwo, ma ọ gawo
ụzọ nke ụwa nile.
38 Ugbua o wee ruo na
Moronaị zọọrọ-ije gaa n'echi
ya, ma bịakwasị ndị Leman,
nke mere na ha gburu ha na
nnukwu ọgbụgbu; ma ha chụ-
pụrụ ha site n'ala ahụ; ma ha
gbafuru, ọbụna na ha alagha-
chịghị n'oge ahụ imegide ndị
Nifaị.
39 Ma otụa ka afọ nke iri atọ
na otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe
na-achị ndị nke Nifaị siri gwụ-
chaa; ma otu a ha enwewo ọtụ-
tụ agha, na nkwafu-ọbara, na
ụnwụ, na mkpagbu, nke weere
ohere nke ọtụtụ afọ.
40 Ma e nwewo ọtụtụ igbu-
mmadụ, na ndọrọ-ndọrọ nile,
na nghọtahịe nile, na ụdị ajọọ-
omume nile n'ụdị ọbụla n'etiti
ndị nke Nifaị; otu o sila dị n'ihi
[a]ndị ezi-omume, e, n'ihi ekpere
nile nke ndị ezi-omume, e de-
bere ha.
41 Mana lee, n'ihi nnukwu
ogologo agha karịrị-akarị dị
n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman
ọtụtụ enwekwaghị mmetụta,
n'ihi nnukwu ogologo oge
nke agha ahụ karịrị akarị; ma
ọtụtụ adịwo nro n'ihi [a]mkpa-
gbu ha nile, nke mere na ha
nwere umeala n'onwe ha n'iru
Chineke, ọbụna n'omimi nke
obi umeala.
42 Ma o wee ruo na mgbe
Moronaị wusichaworo akụkụ
ala ebe ahụ nile ike ndị nke e
ghewere oghe nye ndị Leman,
ruo mgbe ha siri ike, otu okwe-
sịrị, o laghachịrị n'obodo-ukwu
nke Zarahemla; na kwa Hila-
man laghachịrị n'ebe nke nketa
ya; ma e nwere udo otu ugbọrọ
ọzọ ehiwere n'etiti ndị nke
Nifaị.
43 Ma Moronaị nyefere ọchị-
chị nke ndị-agha ya nile n'aka
nke nwa ya nwoke, nke aha ya
bụ Moronaịha, ma ọ laghachịrị
n'ụlọ nke ya ka o wee nọ ụbọ-
chị ya nile fọdụrụ n'udo.
44 Ma Pehoran laghachịrị n'o-
che-ikpe ya; ma Hilaman we-
kwasịrị onwe ya ọzọ ikwusara
ndị ahụ okwu nke Chineke; ma
n'ihi ọtụtụ agha nile na ndọrọ-
ndọrọ nile ọ dịwo kwa mkpa
ọzọ na a ga-eme iwu ọzọ na
nzukọ-nsọ ahụ.
45 Ya mere, Hilaman na nwan-
ne ya nwoke gara n'iru, ma
kwupụta okwu nke Chineke jiri
nnukwu ike ga-eme ka ọtụtụ
mmadụ [a]kwenye maka ajọọ-
omume ha, nke mere ka ha che-
gharịa site na mmehie ha nile
na ime baptism n'ime Onye-
nwe Chineke ha.
46 Ma o wee ruo na ha hiwe-
kwara nzukọ-nsọ nke Chineke
ọzọ, gazuo akụkụ ala ahụ nile.
47 E, ma nhazi nile ka e mere
gbasara iwu ahụ. Ma [a]ndị-ikpe
ha nile, na ndị-isi-ikpe nile a
họpụtara ha.

40*a* Alma 45:15–16.
41*a* NGAN Ihe Isi-ike.
45*a* OznỌd. 18:44.
47*a* Mosa. 29:39.

48 Ma ndị nke Nifaị malite-
kwara [a]ime nke ọma ọzọ n'ala
ahụ, ma malite ịmụba na ịgba-
sịkwa ike ọzọ karịa n'ala ahụ.
Ma ha malitere ịba ụba karịa.
49 Mana na-agbanyeghị ụba
ha nile, ma-ọbụ ume ha, ma-ọbụ
ime nke ọma ha, ha ebulighị
onwe ha elu na mpako n'anya
nke onwe ha nile; ọbụghị ma ha
na-egbu oge n'icheta Onye-nwe
Chineke ha; mana ha mere onwe
ha umeala karịa n'iru ya.
50 E, ha chetara ụdị nnukwu
ihe nile Onye-nwe meworo ha,
na ọ napụtawo ha site n'ọnwụ,
na site n'enweghị onwe nile, na
site n'ụlọ mkpọrọ nile, na site
n'ụdị mkpagbu nile dị iche iche,
ma o napụtara ha site n'aka nile
nke ndị iro ha.
51 Ma ha kpere ekpere nye
Onye-nwe Chineke ha esepụ-
ghị-aka, nke mere na Onye-nwe
gọziri ha, dịka okwu ya siri dị,
nke mere na ha gbasiri ike ma
mee nke ọma n'ala ahụ.
52 Ma o wee ruo na e mere ihe
ndị a nile. Ma Hilaman nwụrụ,
n'afọ nke iri atọ na ise nke ọchị-
chị nke ndị-ikpe na-achị ndị nke
Nifaị.

## ISI 63

*Shịblọn ma emesịa Hilaman wee were onwunwe nke akụkọ-ndekọta nile ahụ e dere ede dị nsọ—Ọtụtụ ndị Nifaị wee gaa njem ruo n'ala dị n'elu-elu—Hagọt wee wuo ọtụtụ ụgbọ, ndị nke na-agba n'osimiri ọdịda-anyanwụ—Moronaịha wee merie ndị Leman n'agha. Ihe dịka n'afọ 56 ruo 52 tutu amụọ Kraịst.*

Ma o wee ruo na mmalite afọ
nke iri atọ na isii nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị,
na [a]Shịblọn weere onwunwe
nke ihe ndị ahụ [b]dị nsọ nke
Alma nyefeworo Hilaman.
2 Ma ọ bụụrụ onye ezi-omu-
me, ma ọ na-agazi ije n'iru
Chineke; ma ọ na-echeta ime
ihe-ọma esepụghị-aka, idebe
iwu-nsọ nile nke Onye-nwe
Chineke ya; ma otu ahụ ka
nwanne ya nwoke na-eme kwa.
3 Ma o wee ruo na Moronaị
nwụkwara. Ma otu a ka afọ nke
iri atọ na isii nke ọchịchị nke
ndị-ikpe siri gwụchaa.
4 Ma o wee ruo na n'ime afọ
nke iri atọ na asaa nke ọchịchị
nke ndị-ikpe, e nwere nnukwu
otu ndịkom, ọbụna ndịkom dị
puku ise na narị anọ, ha na ndị
nwunye ha na ụmụ ha, pụrụ
site n'ala nke Zarahemla baa
n'ala nke dị [a]n'elu elu.
5 Ma o wee ruo na Hagọt, ebe
ọ bu nwoke nwere agụụ ịmata
ihe karịa, ya mere ọ gara n'iru
ma wuoro onwe ya ụgbọ-mmi-
ri buru-ibu karịchaa, n'oke-ala
nile nke ala Uju ahụ, n'akụkụ
ala Ọtọgbọrọ N'efu, ma nuba
ya n'ime oke osimiri ọdịda-
anyanwụ, n'akụkụ [a]ọwa-mmiri
dị wara wara nke dubara n'ala
dị n'elu-elu.
6 Ma lee, e nwere ọtụtụ ndị
Nifaị ndị banyere n'ime ya
ma nyapụ jiri nnukwu ihe oriri,
na kwa ọtụtụ ndịnyom na

48*a* Alma 50:20.
**63** 1*a* Alma 38:1–2.
*b* Alma 37:1–12.
NGAN Nsọ.
4*a* Alma 22:31.
5*a* Alma 22:32; Ita 10:20.

ụmụ-ntakịrị; Ma ha weere ije
ha n'ebe elu-elu. Ma otu a ka afọ
nke iri atọ na asaa siri gwụchaa.
7 Ma n'afọ nke iri atọ na asatọ,
nwoke a wuru ụgbọ-mmiri ndị
ọzọ. Ma ụgbọ-mmiri nke mbụ
ahụ laghachịkwara, ma ọtụtụ
mmadụ ndị ọzọ bara n'ime ya;
ma ha werekwara nnukwu ihe
oriri, ma pụọ kwa njem ọzọ gaa
n'ala dị n'elu-elu.
8 Ma o wee ruo na anụghị kwa
ihe banyere ha ọzọ. Ma anyị
chere na ha mikpuru n'omimi
nile nke osimiri ahụ. Ma o wee
ruo na otu ụgbọ-mmiri ọzọ
nyapụrụ; ma ebe ọ gara anyị
amataghị.
9 Ma o wee ruo na n'afọ nke a
e nwere ọtụtụ ndị gawara n'ala
ahụ dị [a]n'elu-elu. Ma otu a ka
afọ nke iri atọ na asatọ siri
gwụchaa.
10 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
atọ na iteghete nke ọchịchị nke
ndị-ikpe, Shịblọn nwụkwara,
ma Koriantọn agawala n'ala
ahụ dị n'elu-elu n'ime ụgbọ-
mmiri, ibụga ihe oriri nye ndị
ahụ gawara n'ala ahụ.
11 Ya mere o wee dị mkpa na
Shịblọn ga-enyefee ihe ndị ahụ
dị nsọ, tutu ọnwụ ya, n'aka
nwa nwoke [a]Hilaman, onye a
kpọrọ Hilaman, ebe a kpọrọ ya
aha nna ya.
12 Ugbua lee, [a]ihe nkanye nile
ndị ahụ ndị dị na onwunwe
nke Hilaman e dere ha ma zi-
puga ha n'etiti ụmụ nke mma-
dụ gazuo akụkụ ala ahụ nile,
ma ọbụghị akụkụ ndị ahụ
nke Alma nyere iwu [b]na-agaghị
ezipụ.
13 Otu o sila dị, ihe ndị a a
ga-edebe ha nsọ, ma [a]nyefedata
ha site n'otu ọgbọ ruo n'ọzọ;
ya mere, n'afọ nke a, e nyefewo
ha Hilaman, tutu ọnwụ nke
Shịblọn.
14 Ma o wee ruo kwa n'afọ
nke a na e nwere ndị nghọtahịe
ndị gafekwuworo ndị Leman;
ma a kpasukwara ha iwe ọzọ
megide ndị Nifaị.
15 Na kwa n'ime afọ nke a ha
gbadatara kpọrọ imerime ọnụ-
ọgụgụ nke ndị-agha ịlụ-agha
megide ndị nke [a]Moronaịha,
ma-ọbụ megide ndị-agha Moro-
naịha, n'ime nke e meriri ha ma
chụghachị ha azụ ọzọ n'ala nke
aka ha nile, na-ata ahụhụ nnu-
kwu ntufu.
16 Ma otu a ka afọ nke iri atọ
na iteghete nke ọchịchị nke ndị-
ikpe na-achị ndị nke Nifaị siri
gwụchaa.
17 Ma otu a ka nkọwasị nke
Alma siri gwụchaa, na Hilaman
nwa ya nwoke, na kwa Shịblọn,
onye bụ nwa ya nwoke.

9*a* Hil. 3:11–12.
11*a* Hụ mmalite nye akwụkwọ nke Hilaman.
12*a* Alma 18:36.
*b* Alma 37:27–32.
13*a* Alma 37:4.
15*a* Alma 62:43.

# Akwụkwọ nke Hilaman

Nkọwasị nke ndị Nifaị. Agha ha nile na ndọrọ-ndọrọ nile, na nghọtahịe ha nile. Na kwa ibu-amụma nile nke ndị-amụma dị nsọ, tutu ọbịbịa nke Kraịst, dịka akụkọ-ndekọta nile nke Hilaman onye bụ nwa nwoke nke Hilaman siri dị, na kwa dịka akụkọ-ndekọta nile nke ụmụ ya ndị nwoke siri dị, ọbụna gbadaa ruo n'ọbịbịa nke Kraịst. Na kwa ọtụtụ ndị nke Leman a gbanwere n'okpukpe-chi ha. Nkọwasị nke mgbanwe n'okpukpe-chi ha. Nkọwasị nke ezi-omume nke ndị Leman, na ajọọ-omume na ihe arụ nile nke ndị Nifaị, dịka akụkọ-ndekọta nke Hilaman na ụmụ ya ndị nwoke siri dị, ọbụna gbada ruo n'ọbịbịa nke Kraịst, nke a na-akpọ akwụkwọ nke Hilaman, na otu ahụ gaa n'iru.

## ISI 1

*Pehoran nke abụọ wee bụrụ onye-isi-ikpe ma Kịshkumen gburu ya—Pekiumenaị nọchiri oche-ikpe ahụ—Koriantamọ wee duo ndị-agha nke ndị Leman, wee were Zarahemla, ma gbuo Pekiumenaị—Moronaịha wee merie ndị Leman ma weregha-chị Zarahemla, ma e gburu Koriantamọ. Ihe dịka n'afọ 52 ruo 50 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua lee, o wee ruo na
mmalite nke afọ iri anọ
nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị nke Nifaị, a malitere inwe
ihe isi-ike dị ukwuu n'etiti ndị
nke ndị Nifaị.
2 N'ihi na lee, [a]Pehoran anwụ-
wo, ma gawo ụzọ nke ụwa nile;
ya mere a malitere inwe ndọrọ-
ndọrọ dị ukwuu gbasara onye
ga-ewere oche-ikpe ahụ n'etiti
ụmụnne nwoke ndị ahụ, ndị bụ
ụmụ nwoke nke Pehoran.
3 Ugbua ndị a bụ aha ha bụ ndị
dọrọ ndọrọ-ndọrọ maka oche-
ikpe ahụ, bụ ndị mekwara ka
ndị ahụ dọọ ndọrọ-ndọrọ: Peho-
ran, Peankaị, na Pekiumenaị.
4 Ugbua ndị a abụghị nani
ụmụ nwoke nile nke Pehoran
(n'ihi na o nwere ọtụtụ), kama
ndị a bụ ndị doro ndọrọ-ndọrọ
maka oche-ikpe ahụ; ya mere
ha mere nkewa atọ n'etiti
ndị ahụ.
5 Otu o sila dị, o wee ruo na
a họpụtara Pehoran site [a]n'olu
nke ndị ahụ ka ọ bụrụ onye-isi-
ikpe na onye-ọchịchị na-achị ndị
nke Nifaị.
6 Ma o wee ruo na Pekiumenaị,
mgbe ọ hụrụ na ya enweghị ike
inweta oche-ikpe ahụ, o kwekọ-
rịtara n'olu nke ndị ahụ.
7 Mana lee, Peankaị na akụkụ
ndị nke ahụ chọsịrị ike na ọ ga-
abụ onye-ọchịchị ha, were iwe
karịa; ya mere, ọ chọrọ ito ndị
ahụ n'otuto n'erughị n'obi ka
ha bilie na nnupụ-isi megide
ụmụnne ha nwoke.
8 Ma o wee ruo dịka ọ na-achọ
ime nke a, lee, a kpọrọ ya, ma
kpee ya ikpe dịka olu nke ndị
ahụ siri dị, ma maa ya ikpe



**1** 2*a* Alma 50:40.

5*a* Mosa. 29:26–29.

ọnwụ; n'ihi na o welitawo na
nnupụ-isi ma chọọ ibibi [a]ntọha-
pụ nke ndị ahụ.
9 Ugbua mgbe ndị ahụ na-
achọsike ka ọ bụrụ onye-ọchịchị
ha hụrụ na a mara ya ikpe
ọnwụ, ya mere iwe were ha, ma
lee, ha zipụrụ otu Kịshkumen,
ọbụna gaa n'oche-ikpe nke
Pehoran, ma gbuo Pehoran ka
ọ noduru n'oche-ikpe ahụ.
10 Ma ndị na-ejere Pehoran
ụmụ-oru chụrụ ya ọsọ; ma lee,
oke ọsọ-ọsọ ka mgbapụ nke
Kịshkumen dị nke mere na o
nweghị onye chụfere ya.
11 Ma ọ gakwuru ndị ahụ zi-
pụrụ ya, ma ha nile bara n'ime
ọgbụgba-ndụ, e, na-añụ iyi site
n'Onye okike mgbe nile na-adi-
gide ha, na ha agaghị agwa
onye ọbụla na Kịshkumen egbu-
wo Pehoran.
12 Ya mere, amataghị Kịshku-
men n'etiti ndị nke Nifaị, n'ihi
na ọ nọọrọ na mgbanwe-ụdị
n'oge nke o gburu Pehoran. Ma
Kịshkumen na ndị otu ya, ndị
ya na ha baworo n'ime ọgbụ-
gba-ndụ, gwakọtara onwe ha
n'etiti ndị ahụ, otu a na-agaghị
achọta ha nile; mana ka ha ra
bụ ndị a chọtara, a mara ha ikpe
[a]ọnwụ.
13 Ma ugbua lee, Pekiumenaị
ka a họpụtara, dịka olu ndị ahụ
siri dị, ịbụ onye-isi-ikpe na
onye-ọchịchị nye ndị ahụ, ịchị
n'ọnọdụ nwanne ya nwoke Pe-
horan; ma-ọbụ dịka ihe ruru ya.
Ma ihe nile a e mere ya n'ime afọ
nke iri anọ nke ọchịchị nke ndị-
ikpe; ma ọ bịara na ngwụcha.
14 Ma o wee ruo na afọ nke iri
anọ na otu nke ọchịchị nke ndị-
ikpe, na ndị Leman akpọkọtawo
ọnụ-ọgụgụ ndị-agha nke ndị-
kom a na-apụghị ịgụta ọnụ, ma
nye ha ngwa-agha nke mma-
agha nile, ma jiri mma-agha
rọrọ arọ ma jiri ụta, ma jiri arọ,
ma jiri epekele-mkpuchi-isi, ma
jiri epekele-nchekwa-obi, ma
jiri ụdị ihe-ize mgbọ nile n'ụdị
ọbụla dị iche iche.
15 Ma ha gbadatara ọzọ ka ha
wee buo agha megide ndị Nifaị.
Ma e duru ha site n'aka nwoke
aha ya bụ Koriantamọ; ma ọ
bụụrụ onye agbụrụ nke Zarahe-
mla; ma ọ bụụrụ onye-nghọta-
hie site n'etiti ndị Nifaị; ma ọ
bụụrụ onye buru ibu na onye
siri ike.
16 Ya mere, eze nke ndị Leman,
nke aha ya bụ Tubalọt, onye bụ
nwa nwoke nke [a]Amorọn, ebe ọ
na-eche na Koriantamọ, ebe ọ bụ
onye siri ike, ga-enwe ike iguzo-
gide ndị Nifaị, jiri ume ya, ya na
kwa jiri nnukwu amamihe ya,
nke mere na site n'iziga ya, ọ
ga-enweta ike imeri ndị Nifaị—
17 Ya mere ọ kpasulitere ha
iwe, ma ọ kpọkọtara ndị-agha
ya nile ọnụ, ma ọ họpụtara
Koriantamọ ịbụ onye-ndu ha,
ma o mere ka ha zọda ije ruo ala
nke Zarahemla ibu agha megide
ndị Nifaị.
18 Ma o wee ruo na n'ihi oke
nnukwu ndọrọ-ndọrọ na oke
nnukwu ihe-isi-ike n'ime ndị-
ọchịchị, na ha e debeghị ndị-
nche zuru-ezu n'ala nke Zarahe-
mla; n'ihi na ha echewo na ndị

8*a* NGAN Ntọhapụ.
12*a* NGAN Isi Ntaram-ahụhụ.
16*a* Alma 52:3.

Leman agaghị anwa anwa ịbịa n'ime etiti ala ha ịlụso nnukwu obodo-ukwu Zarahemla ahụ agha.
19 Mana o wee ruo na Koriantamọ zọgara ije buru imerime igwe ya ụzọ, ma bịakwasị ndị nile bi n'obodo-ukwu ahụ, ma ịzọ-ije ha bụ nke e jiri oke nnukwu ọsọ-ọsọ karịrị akarị, nke mere na enweghị oge maka ndị Nifaị ịkpọkọta ndị-agha ha ọnụ.
20 Ya mere Koriantamọ gbudara ndị-nche ahụ site n'ọnụ-ụzọ nke obodo-ukwu ahụ, ma zọbaa-ije ya na ndị-agha ya nile n'ime obodo-ukwu ahụ, ma ha gburu onye ọbụla nke megidere ha, nke mere na ha nwetara onwunwe nke obodo-ukwu nile ahụ.
21 Ma o wee ruo na Pekiumenaị, onye bụ onye-isi-ikpe, gbafuru n'iru Koriantamọ, ọbụna ruo na mgbidi nile nke obodo-ukwu ahụ. Ma o wee ruo na Koriantamọ kụgidere ya na mgbidi, nke mere na ọ nwụrụ. Ma otu a ka ụbọchị nile nke Pekiumenaị siri gwụcha.
22 Ma ugbua mgbe Koriantamọ hụrụ na ya enwerela onwunwe nke obodo-ukwu nke Zarahemla ahụ, ma hụ na ndị Nifaị agbafuwo n'iru ha, ma e gburu ha, ma a kpọọrọ ha, ma a tụbara ha n'ụlọ mkpọrọ, ma na ya enwetawo onwunwe nke ebe kachasịrị sie ike n'ala ahụ nile, obi ya nwetara mgbamume nke mere na ọ chọrọ ịga n'iru megide ala ahụ nile.
23 Ma ugbua ọ nọgideghị n'ala nke Zarahemla, kama ọ zọgara-ije kpọrọ nnukwu ndị-agha, ọbụna chee iru n'obodo-ukwu nke Uju ahụ; n'ihi na ọ bụụrụ mkpebi ya ịga n'iru ma jiri mma agha ya gbuo ụzọ ya gafee, ka o wee nweta akụkụ elu-elu nile nke ala ahụ.
24 Ma, na-eche na ume ha karịchara n'etiti ala ahụ, ya mere ọ zọgara-ije, na-enyeghị ha oge ọbụla iji kpọkọta onwe ha ọnụ ma ọbụghị n'otu ntakịrị otu ntakịrị; ma n'ọnọdụ a ha dakwasịrị ha ma gbudaruo ha ala.
25 Mana lee, ịzọ-ije nke Koriantamọ nke a site n'etiti nke ala ahụ nyere Moronaịha nnukwu uru n'arụ ha, na-agbanyeghị nnukwu nke ọnụ-ọgụgụ nke ndị Nifaị e gburu egbu.
26 N'ihi na lee, Moronaịha echewo na ndị Leman agaghị anwa anwa ịbata n'etiti ala ahụ, kama na ha ga-ebuso obodo-ukwu nile gburu-gburu oke-ala ahụ nile agha dịka ha meworo na mbụ; ya mere Moronaịha emewo ka ndị-agha ha nile siri ike wee-chekwa akụkụ ndị ahụ dị gburu-gburu n'akụkụ oke-ala ahụ nile.
27 Mana lee, ndị Leman atụghị egwu dịka ọchịchọ ya siri dị, mana ha abatawo n'etiti ala ahụ, ma ha ewerewo isi-obodo-ukwu ahụ nke bụ obodo-ukwu nke Zarahemla, ma ha na-azọbiga ije n'akụkụ ala ndị kara bụrụ isi-obodo-ukwu ala ahụ, na-egbu ndị ahụ na nnukwu ogbugbu, ma ndị-kom, ndịnyom ma ụmụ-ntakịrị, na-ewere onwunwe nke ọtụtụ obodo-ukwu na nke ọtụtụ ebe siri ike.

28 Mana mgbe Moronaịha chọpụtaworo nke a, ngwa-ngwa o zipụrụ Lihaị na ndị-agha gburu-gburu ịgbabichi ha tutu ha ga-abịarute ala Uju ahụ.
29 Ma otu a ka o mere; ọ gbabichiri tutu ha abịaruo ala Uju ahụ, ma nye ha agha, nke mere na ha malitere ịlaghachi azụ chee iru n'ala nke Zarahemla.
30 Ma o wee ruo na Moronaịha gbabichịrị ha na nlaghachị-azụ ha, ma nye ha agha, nke mere na ọ bụụrụ agha ọbara karịa; e, ọtụtụ ka e gburu, ma n'ọnụọgụgụ ndị ahụ e gburu egbu ahụkwara [a]Koriantamọ.
31 Ma ugbua, lee, ndị Leman enweghị ike ịlaghachi-azụ n'akụkụ ọbụla, ma-ọbụ n'elu-elu, ma-ọbụ na ndịda-ndịda, ma-ọbụ n'ọwụwa anyanwụ, ma-ọbụ n'ọdịda-anyanwụ, n'ihi na ndị Nifaị gbara ha gburu-gburu n'aka n'ile.
32 Ma otu a ka Koriantamọ siri duba ndị Leman n'ime etiti ndị Nifaị, nke mere na ha nọọrọ n'ike nke ndị Nifaị, ma ya n'onwe ya e gburu ya, ma ndị Leman nyefere onwe ha n'aka nke ndị Nifaị.
33 Ma o wee ruo na Moronaịha wee were ọnwụnwe nke obodo-ukwu nke Zarahemla ọzọ, ma mee ka ndị Leman a kpọrọworo ndị-mkpọrọ pụọ site n'ala ahụ n'udo.
34 Ma otu a ka afọ nke iri anọ na otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe siri gwụchaa.

ISI 2

*Hilaman, nwa nwoke nke Hilaman, wee ghọọ onye-isi-ikpe — Gadiantọn wee duo ndị otu Kịshkumen — Nwa-oru Hilaman wee gbuo Kịshkumen, ma ndị otu Gadiantọn wee gbaba n'ime ọzara. Ihe dịka n'afọ 50 ruo 49 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo n'afọ nke iri anọ na abụọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe, mgbe Moronaịha hiweworo udo ọzọ n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman, lee onweghị onye ga-anọchi oche-ikpe ahụ; ya mere a malitere inwe ndọrọ-ndọrọ ọzọ n'etiti ndị ahụ gbasara onye ga-anọchi oche-ikpe ahụ.
2 Ma o wee ruo na Hilaman, onye bụ nwa nwoke nke Hilaman, ka a họpụtara ịnochi oche-ikpe ahụ, site n'olu nke ndị ahụ.
3 Mana lee, [a]Kịshkumen, onye gbuworo Pehoran, nọdụrụ na-eche ibibi kwa Hilaman; ma a kwadoro ya site na ndị otu ya, ndị baworo n'ime ọgbụgba-ndụ na ọdịghị onye ga-amata ajọọ-omume ya.
4 N'ihi na e nwere otu [a]Gadiantọn, onye bụ ọka-ibe karịchaa n'ikwu ọtụtụ okwu, na kwa na nka, ya, ịga n'iru n'ọrụ nzuzo nke igbu-mmadụ na nke izu ori; ya mere ọ ghọrọ onye-ndu ndị otu nke Kịshkumen.
5 Ya mere o toro ha otuto-erughị n'obi, na kwa Kịshkumen, na ọ bụrụ na ha ga-edebe ya n'oche-ikpe ahụ ya ga-ekwenyere ndị ahụ bụ ndị otu ya ka e debe

30*a* Hil. 1:15.
**2** 3*a* Hil. 1:9.
4*a* NGAN Ndị-ori Gadiantọn.

ha n'ike na ikike n'etiti ndị ahụ;
ya mere Kịshkumen chọrọ ibibi
Hilaman.
6 Ma o wee ruo ka ọ gawara
chee iru n'oche-ikpe ahụ ibibi
Hilaman, lee otu n'ime ụmụ-
oru nke Hilaman, ebe ọ pụworo
n'abalị, na ebe o nwetaworo site
n'igbanwe-ụdị, mmata nke atụ-
matụ ndị ahụ nke ndị otu a
meworo ibibi Hilaman—
7 Ma o wee ruo na o zutere
Kịshkumen, ma o nyere ya ihe
iriba-ama; ya mere Kịshkumen
mere ka ọ mata ihe nke ọ chọrọ,
na-achọ na ọ ga-eduga ya n'o-
che-ikpe ahụ ka o wee gbuo
Hilaman.
8 Ma mgbe nwa-oru nke
Hilaman mataworo obi nile
nke Kịshkumen, na otu o siri
bụrụ ebum-n'obi ya igbu mma-
dụ, na kwa na ọ bụ ebum-n'obi
nke ndị nile nọ n'otu ya igbu
mmadụ, na izu-ori, na inweta
ike, (ma nke a bụụrụ [a]atụmatụ-
nzuzo ha, na ntụgwa ha) nwa-
oru nke Hilaman sịrị Kịshku-
men: Ka anyị gaba ruo oche-
ikpe ahụ.
9 Ugbua nke a masịrị Kịshku-
men karịa, n'ihi na o chere na
ya ga-emezu atụmatụ ya; mana
lee, nwa-oru nke Hilaman, dịka
ha na-agaru oche-ikpe ahụ, tiri
Kịshkumen mma ọbụna n'obi,
na ọ dara nwụọ na-asụghị otu
ude. Ma ọ gbara ọsọ ma kọọrọ
Hilaman ihe nile nke ọ hụworo,
ma nụ, ma mee.
10 Ma o wee ruo na Hilaman
zigara ka a kpọrọ otu ndị ori a
na ndị ogbu-mmadụ nzuzo a, ka
e wee gbuo ha dịka iwu siri dị.
11 Mana lee, mgbe Gadiantọn
chọpụtaworo na Kịshkumen
alaghachighị, egwu tụrụ ya
eleghị-anya na a ga-ebibi ya; ya
mere o mere ka ndị otu ya soro
ya. Ma ha weere ifepụ ọsọ ha
site n'ala ahụ pụọ, n'ụzọ nzuzo,
baa n'ime ọzara; ma otu a mgbe
Hilaman zigara ịkpọrọ ha ọ
dịghị ebe ọbụla a hụrụ ha.
12 Ma ihe ndị ọzọ gbasara
Gadiantọn a aga-ekwu ha ma
emesịa. Ma otu a ka afọ nke iri
anọ na abụọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị
siri gwụchaa.
13 Ma lee, na ngwụcha nke
akwụkwọ a, unu ga-ahụ na
[a]Gadiantọn a gosipụtara nkwa-
tu ahụ, e, ọ fọdụrụ ntakịrị ịbụ
mbibi nke ndị Nifaị nile.
14 Lee anaghị m ekwu maka
ngwụcha nke akwụkwọ nke
Hilaman, kama ana m ekwu
maka ngwụcha nke akwụkwọ
nke Nifaị, site n'ebe nke m we-
taworo nkọwasị ahụ nke m
deworo.

## ISI 3

*Ọtụtụ ndị Nifaị pụrụ obi gaa n'ala dị n'elu-elu—Ha wuru ọtụtụ ụlọ simentị ma debe ọtụtụ akụkọ-ndekọta—Iri nile nke puku nile ka a gbanwere ma mee ha baptism—Okwu nke Chineke na-eduba ndị mmadụ na nzọpụta—Nifaị nwa-nwoke nke Hilaman nochiri*

8*a* 2 Nif. 10:15.
NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
13*a* Hil. 6:18; 4 Ne. 1:42.

*oche-ikpe ahụ. Ihe dịka n'afọ 49 ruo
39 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo n'afọ nke
iri anọ na atọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe, enweghị ndọrọ-ndọrọ
dị n'etiti ndị nke Nifaị ma
ọbụghị ntakịrị mpako nke dị
na nzukọ-nsọ ahụ, nke butere
ụfọdụ ntakịrị nghọtahie n'etiti
ndị ahụ, bụ ihe ndị e doziri
na ngwụcha nke afọ nke iri anọ
na atọ.
2 Ma enweghị ndọrọ-ndọrọ dị
n'etiti ndị ahụ n'afọ nke iri anọ
na anọ; ọbụghị ma enwere ndọ-
rọ-ndọrọ n'afọ nke iri anọ na ise.
3 Ma o wee ruo na nke iri anọ
na isii, e, enwere nnukwu ndọ-
rọ-ndọrọ na ọtụtụ nghọtahie;
n'ime nke e nwere ọtụtụ nnu-
kwu ndị karịrị-akarị ndị pụrụ
site n'ala nke Zarahemla, ma
gawa n'ala dị [a]n'elu-elu inweta
ala ahụ.
4 Ma ha gara njem ruo nnukwu
ebe tere anya karịa, nke mere na
ha bịara na ọtụtụ [a]nnukwu ọdọ
mmiri na ọtụtụ osimiri.
5 E, ma ọbụna ha gbasara n'ime
akụkụ nile nke ala ahụ, n'ime
akụkụ nile ọbụla a na-emebeghi
ka ọ tọgbọrọ n'efu na n'enweghị
osisi eji ewu ụlọ, n'ihi ọtụtụ ndị
obibi ndị birila n'ala ahụ mbụ.
6 Ma ugbua ọdịghị akụkụ ala
ahụ tọgbọrọ n'efu, ma ọbụghị
ma-ọbụ maka osisi eji ewu ụlọ;
mana n'ihi nnukwu nke [a]mbibi
nke ndị ahụ biworo n'ala ahụ
mbụ dị a kpọrọ ya [b]ọtọgbọrọ-
n'efu.
7 Ma ebe e nwere nanị ntakịrị
osisi eji ewu ụlọ n'elu iru nke
ala ahụ, otu o sila dị ndị ahụ
gara, ghọrọ ndị ọka-ibe karịa
n'iru ọrụ nke simentị, ya mere
ha wuru ụlọ simentị, n'ime nke
ha biiri.
8 Ma o wee ruo na ha mụbara
ma gbasaa, ma ha gapụrụ site
n'ala dị na ndịda-ndịda ruo
n'ala dị n'elu-elu, ma gbasaa
ruo na ha malitere ikpuchi n'elu
iru nke ala ahụ nile, site n'oke
osimiri dị na ndịda-ndịda ruo
n'oke osimiri dị n'elu-elu, site
n'oke osimiri dị [a]n'ọdịda-anya-
nwụ ruo n'oke osimiri dị n'ọ-
wụwa-anyanwụ.
9 Ma ndị ahụ nọ n'ala dị n'elu-
elu biiri n'ụlọ-ịkwuu, na n'ụlọ
ndị e jiri simentị wuo, ma ha ha-
pụrụ osisi ọbụla nke pupụtara
n'elu iru nke ala ahụ ka ọ na-eto-
lite, otu ọ ga-abụ n'oge na-abịa
ha ga-enwe osisi-iwu-ụlọ iji wuo
ụlọ ha, e, obodo-ukwu ha nile
na temple ha nile, na ụlọ-nzukọ
ha nile, na ebe mgbaba-dị-nsọ
ha nile, na ụdị ụlọ ha ọbụla nile
dị iche iche.
10 Ma o wee ruo dịka osisi iwu-
ụlọ ha dịịrị ụkọ karịa n'ala dị
n'elu-elu, ha zipụrụ nnukwu
site n'ụzọ [a]ụgbọ mmiri.
11 Ma otu a ha mere ka ndị bi
n'ala dị n'elu-elu nwe ike iwu
ọtụtụ obodo-ukwu, ma nke osisi
ma nke simentị.
12 Ma o wee ruo na e nwere
ọtụtụ nke [a]ndị nke Amọn, ndị
bụ ndị Leman site n'ọmụmụ,
ndị garukwara n'ala nke a.

**3** 3*a* Alma 63:4.
4*a* Mosa. 8:8; Mọm 6:4.
6*a* Mosa. 21:25–27.
*b* Alma 22:31.
8*a* Alma 22:27, 32.
10*a* Alma 63:5–8.
12*a* Alma 27:21–26.

13 Ma ugbua e nwere ọtụtụ
akụkọ-ndekọta e debere maka
ka o-siri-gaa nile nke ndị a, site
n'aka ọtụtụ ndị a, nke na-akọ
otu ihe ahụ ma buru ezigbo ibu,
gbasara ha.
14 Mana lee, otu ụzọ n'ime narị
nke ka o-sịrị-gaa nke ndị a, e,
nkọwasị nke ndị Leman na nke
ndị Nifaị, na agha ha nile, na
ndọrọ-ndọrọ nile, na nghọtahie
nile, na ikwusa ozi-ọma ha, na
ibu-amụma ha nile, na iji ụgbọ-
mmiri bupu ihe ha na iwu ụgbọ-
mmiri ha nile, na iwu [a]temple
ha, na nke ụlọ-nzukọ ha nile na
ebe mgbaba-dị-nsọ ha nile, na
ezi-omume ha, na ajọọ-omume
ha nile, na igbu-mmadụ ha nile,
na izu-ori, ịpụnara-ihe, na ụdị
ihe arụ nile ọbụla dị iche iche
na akwụnakwuna ha nile, aga-
ghị abanye n'ọrụ nke a.
15 Mana lee, e nwere ọtụtụ
akwụkwọ na ọtụtụ akụkọ-nde-
kọta n'ụdị ọbụla, ma ndị Nifaị
bụ ndị debeworo ha karịa.
16 Ma ndị Nifaị [a]enyedatawo
ha site n'otu ọgbọ ruo n'ọzọ,
ọbụna ruo na ha adabawo n'ime
njehie ma e gbuwo ha, pụnara
ha ihe, ma chụọ ha nta, ma chụ-
gharịa ha, ma gbuo ha, ma
chụsasịa ha n'elu iru nke ala
ahụ, ma gwakọta ha na ndị
Leman ruo na [b]anaghị akpọ
kwa ha ndị Nifaị, bụrụzie ndị
ajọọ-omume, na ndị a na-azụ-
ghị-azụ, ma dị egwu, e, ọbụna
bụrụzie ndị Leman.
17 Ma ugbua alaghachị m na
nkọwasị nke m; ya mere, ihe m
kwuworo agafewọrịị mgbe e
nweworo nnukwu ndọrọ-ndọrọ
nile, na nsogbu nile, na agha
nile, na nghọtahie nile, n'etiti
ndị nke Nifaị.
18 Afọ nke iri anọ na isii nke
ọchịchị nke ndị-ikpe gwụchara;
19 Ma o wee ruo na a ka nwere
nnukwu ndọrọ-ndọrọ n'ala ahụ,
e, ọbụna n'afọ nke iri anọ na
asaa, na kwa n'afọ nke iri anọ
na asatọ.
20 Otu o sila dị Hilaman no-
chiri oche-ikpe ahụ jiri ikpe zị-
rị-ezi na ịha-n'otu; e, o leziri
anya idebe usoro-iwu nile, na
ikpe nile, na iwu-nsọ nile nke
Chineke; ma o mere ihe ahụ nke
dị mma n'anya nke Chineke ese-
pụghị-aka; ma ọ gara n'ụzọ nile
nke nna ya, nke mere na o mere
nke ọma n'ala ahụ.
21 Ma o wee ruo na o nwere
ụmụ-nwoke abụọ. O nyere nke
okenye aha nke [a]Nifaị, na nke
kachasị nwata, aha nke [b]Lihaị.
Ma ha malitere itolitere Onye-
nwe.
22 Ma o wee ruo na agha nile
ahụ na ndọrọ-ndọrọ nile mali-
tere ibelata, ntakịrị ntakịrị, n'e-
titi ndị nke ndị Nifaị, n'oge
ngwụcha nke afọ nke iri anọ na
asatọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe
nile na-achị ndị nke Nifaị.
23 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
anọ na iteghete nke ọchịchị nke
ndị-ikpe, e nwere udo esepụ-
ghị-aka e hiwere n'ala ahụ, ha
nile ma ọbụghị ntụgwa ihe arụ

14*a* 2 Nif. 5:16; Jekọb 1:17; 3 Nif. 11:1.
16*a* 1 Nif. 5:16–19; Alma 37:4.
*b* Alma 45:12–14.
21*a* NGAN Nifaị, Nwa-nwoke nke Hilaman.
*b* NGAN Lihaị, Onye Nifaị Na-ezisa Ozi-ọma.

nzụzọ nile nke [a]Gadiantọn onye ori hiweworo n'akụkụ ndị nke nọziworo anọzi nke ala ahụ, ndị nke n'oge ahụ ndị nọ n'isi ọchịchị amaghị ha; ya mere ebibipụghị ha site n'ala ahụ.
24 Ma o wee ruo na n'ime otu afọ ahụ e nwere nnukwu ime nke ọma karịa n'ime nzukọ-nsọ ahụ, nke mere na e nwere ọtụtụ puku ndị sonyere onwe ha na nzukọ-nsọ ahụ ma e mere ha baptism baa n'ime nchegharị.
25 Ma oke nnukwu ka ime nke ọma nke nzukọ-nsọ ahụ dịịrị, ma oke ọtụtụ ka ngọzi nile dịịrị nke a wụkwasịrị ndị ahụ, na ọbụna ndị isi nchụ-aja na ndị nkuzi nile n'onwe ha ọ tụrụ ha n'anya nke na-enweghị atụ.
26 Ma o wee ruo na ọrụ nke Onye-nwe mere nke ọma ruo n'ime baptism na iweta ịdị n'otu nye nzukọ-nsọ nke Chineke, ọtụtụ mkpụrụ-obi, e, ọbụna iri nile nke puku nile.
27 Otu a anyị ga-ahụ na Onye-nwe na-eme ebere nye ndị nile chọrọ, jiri ezigbo obi ha nile, kpọkụo aha nsọ ya.
28 E, otu a anyị hụrụ na [a]ọnụụzọ nke elu-igwe ghere oghe nye [b]mmadụ nile, ọbụna nye ndị nke ga-ekwere n'aha nke Jisus Kraịst, onye bụ Ọkpara nke Chineke.
29 E, anyị hụrụ na onye ọbụla chọrọ, nwere ike ijide [a]okwu nke Chineke, nke [b]dị ndụ na ike, nke ga-ekewasị iche-iche aghụghọ ahụ nile na ọnya nile na atụmatụ-aghụghọ nile nke ekwensu ahụ, ma duo onye nke Kraịst n'ụzọ dị [c]wara-wara ma dị kwa mkpafa gafee [d]ọlụlụ nke ịhụjụ anya mgbe nile na-adigide nke a kwadoro ka o lomie ndị ajọọ-omume—
30 Ma wedaruo mkpụrụ-obi ha nile, e, mkpụrụ-obi ha na-adịghị anwụ-anwụ, [a]n'aka nri nke Chineke n'ala-eze nke elu-igwe, ịnọdụ ọdụ ha na Abraham, na Aịsak, na ha na Jekọb, na ha na ndị nna nsọ anyị nile, ghara ịpụ kwa ọzọ.
31 Ma n'ime afọ nke a e nwere iñụrị ọñụ esepụghị-aka n'ala nke Zarahemla, na mpaghara nile gburu gburu ahụ, ọbụna n'ala nile nke ndị Nifaị nwetara.
32 Ma o wee ruo na e nwere udo na nnukwu ọñụ karịrị akarị n'ime nke fọdụrụ n'afọ nke iri anọ na iteghete; e, na kwa e nwere udo esepụghị-aka na nnukwu ọñụ n'afọ nke iri ise nke ọchịchị nke ndị-ikpe.
33 Ma n'afọ nke iri ise na otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe e nwekwara udo, ma ọbụghị mpako ahụ nke malitere ịbanye n'ime nzukọ-nsọ ahụ—ọbụghị n'ime nzukọ-nsọ nke Chineke, kama n'ime obi nile nke ndị ahụ na-ekwupụta na ha bụ nke nzukọ-nsọ nke Chineke—
34 Ma ha buliri onwe ha elu na [a]mpako, ọbụna ruo na nsogbu nke ọtụtụ nke ụmụnne ha nwoke. Ugbua nke a bụ nnukwu ajọọ ihe, nke mere ka akụkụ nke

23*a* Hil. 2:4.
28*a* 2 Nif. 31:9, 17.
*b* Ọlndoz. 10:28; Ndi Rom 2:10–11.
29*a* NGAN Okwu nke Chineke.
*b* Ndị-Hib 4:12; OznỌd. 11:2.
*c* 2 Nif. 9:41; 33:9.
*d* 1 Nif. 15:28–30.
30*a* Mat. 25:33–34.
34*a* NGAN Mpako.

ndị kara dị umeala taa ahụhụ nnukwu nsogbu nile, ma wafere nnukwu mkpagbu.
35 Otu o sila dị ha [a]buru ọnụ ma [b]kpee ekpere ugboro ugboro, ma gbasie ike n'elu mgbasike [c]n'umeala ha, na nkwụsike n'elu nkwụsike n'okwukwe nke Kraịst ahụ, ruo n'imejupụta mkpụrụ-obi ha nile n'ọñụ na nkasiobi, e, ọbụna ruo [d]n'ịsachasị na [e]ido-nsọ nke obi ha nile, bụ ido-nsọ nke bịaworo n'ihi [f]nkwenye obi ha nile na Chineke.
36 Ma o wee ruo na afọ nke iri ise na abụọ gwụchara n'udo, ma ọbụghị na nnukwu mpako karịrị akarị nke baworo n'ime obi nke ndị ahụ; ma ọ bụụrụ n'ihi nnukwu [a]akụ na ụba karịrị akarị na ime nke ọma ha n'ala ahụ; ma o toro n'ime ha site n'ụbọchị ruo n'ụbọchị.
37 Ma o wee ruo n'afọ nke iri ise na atọ nke ọchịchị nke ndị ikpe, Hilaman nwụrụ, ma ọkpara ya Nifaị malitere ịchị n'ọnọdụ ya. Ma o wee ruo na ọ nochiri oche-ikpe ahụ jiri ikpe-ziri-ezi na ịha n'otu; e, o debere iwunsọ nile nke Chineke, ma gaa n'ụzọ nile nke nna ya.

## ISI 4

*Ndị nghọtahịe Nifaị na ndị Leman jikọtara ndị-agha nile ma were ala nke Zarahemla—Mmeri a na-emeri ndị Nifaị na-abịa n'ihi ajọọ-omume ha—Nzukọ-nsọ ahụ na-ala azụ, ma ndị ahụ ghọrọ ndị na-adịghị ike dịka ndị Leman. Ihe dịka n'afọ 38 ruo 30 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo n'afọ nke iri ise na anọ e nwere ọtụtụ nghọtahie na nzukọ-nsọ ahụ, ma e nwekwara [a]ndọrọ ndọrọ n'etiti ndị ahụ, nke mere na e nwere nnukwu nkwafu-ọbara.
2 Ma akụkụ nke ndị nnupụ-isi e gburu ha ma chụpụ ha site n'ala ahụ, ma ha gakwuuru eze nke ndị Leman ahụ.
3 Ma o wee ruo na ha gbara mbọ ịkwalite ndị Leman ịlụagha megide ndị Nifaị; mana lee, ndị Leman tụrụ egwu karịa, nke mere na ha achọghị ịña-ntị n'okwu nile nke ndị nghọtahie ahụ.
4 Mana o wee ruo n'afọ nke iri ise na isii nke ọchịchị nke ndịikpe, e nwere ndị [a]nghọtahie ndị galitere site na ndị Nifaị gakwuru ndị Leman; ma ha nwetara ihe ha chọrọ ha na ndị ọzọ n'ịkwalite ha n'iwe iwe megide ndị Nifaị; ma ha nọ n'afọ ahụ nile na-ejikere maka agha.
5 Ma n'ime afọ nke iri ise na asaa ha gbadatara imegide ndị Nifaị n'ịlụ-agha, ma ha malitere ọrụ nke ọnwụ; e, nke mere na n'afọ nke iri ise na asatọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe, ha nwetara ihe ha chọrọ na nweta onwunwe nke ala nke Zarahemla; e, na kwa ala ahụ nke dị nso n'ala Uju.

35*a* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
*b* NGAN Ekpere.
*c* NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*d* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*e* NGAN Ido-nsọ.
*f* 2 Ihem. 30:8; Mosa. 3:19.
36*a* NGAN Ụba Akụ.
**4** 1*a* 3 Nif. 11:29.
4*a* Hil. 5:17.

6 Ma ndị Nifaị na ndị-agha
nke Moronaịha a chụbara ha
ọbụna n'ime ala nke Uju;
7 Ma n'ebe ahụ ha wugidesịrị
ike megide ndị Leman, site
n'oke osimiri ọdịda-anyanwụ,
ọbụna ruo n'ọwụwa-anyanwụ;
ebe ọ bụ njem otu ụbọchị nye
onye Nifaị, n'ahịrị ahụ nke ha
wugidesịworo ike ma debe
ndị-agha ha nile ichekwa mba
elu-elu ha.
8 Ma otu a ndị nghọtahịe nke
ndị Nifaị ahụ, site n'inye-aka
nke ọtụtụ ọnụ-ọgụgụ ndị-agha
nke ndị Leman, enwetawo ihe-
onwunwe nke ndị Nifaị nke dị
n'ala dị na ndịda-ndịda. Ma ihe
nile a, e mere ya n'afọ nke iri-ise
na asatọ na nke iteghete nke
ọchịchị nke ndị-ikpe.
9 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
isii nke ọchịchị nke ndị-ikpe,
Moronaịha nwetara ihe ọ na-
achọ ya na ndị-agha ya n'inweta
ọtụtụ akụkụ nke ala ahụ; e, ha
nwetaghachiri ọtụtụ obodo-
ukwu ndị dabaworo n'aka nke
ndị Leman.
10 Ma o wee ruo n'afọ nke iri-
isii na otu nke ọchịchị nke ndị-
ikpe ha nwetara ihe ha na-achọ
n'inweta ọbụna ọkara nke ihe
onwunwe ha nile.
11 Ugbua nnukwu ntufu nke
ndị Nifaị a, na nnukwu ogbu-
gbu ahụ nke dị n'etiti ha, agara-
ghị eme ma ọbụghị n'ihi ajọọ-
omume ha na ihe arụ ha nke dị
n'etiti ha; e, ma ọ dị n'etiti ndị
ahụ na-ekwupụta kwa ịbụ nke
nzukọ-nsọ nke Chineke.
12 Ma ọ bụụrụ n'ihi [a]mpako
nke obi ha nile, n'ihi [b]akụ na
ụba ha karịrị akarị, e, ọ bụụrụ
n'ihi mmegbu ha na-emegbu
[c]ndị ogbenye, na-ejịchi nri ha
site n'irute ndị agụụ na agụ,
na-ejịchi uwe-oyiyi site n'irute
ndị gba ọtọ, ma na-eti ụmụnne
ha ndị dị umeala ihe na nti,
na-eji ihe ahụ dị nsọ eme ihe-
ọchị, na-agọnarị mụọ-nke ibu-
amụma na nke mkpughe, igbu-
mmadụ, ipụnarị-ihe, ikwu okwu
ụgha, izu ori, ịkwa-iko, ibilite na
nnukwu ndọrọ-ndọrọ nile, na-
agbapụ na-aba n'ala nke Nifaị,
n'etiti ndị Leman—
13 Ma n'ihi nnukwu ajọọ-omu-
me ha nke a, na [a]itu-ọnụ ha nile
n'ume nke onwe ha, a hapụrụ
ha n'ume nke onwe ha; ya mere
ha agaghị n'iru, kama e nyere
ha ntaram-ahụhụ ma nye ha
otiti ihe, ma chụghachị ha n'iru
ndị Leman, ruo mgbe ha tufu-
woro ọfọdụrụ ntakịrị ka ọ bụrụ
ala nile ha nwere.
14 Mana lee, Mọrọnaiha kwu-
saara ndị ahụ ozi-ọma maka
ọtụtụ ihe n'ihi ajọọ-omume ha,
na kwa [a]Nifaị na Lihaị, ndị bụ
ụmụ nwoke nke Hilaman, kwu-
sakwaara ndị ahụ ozi-ọma maka
ọtụtụ ihe, e, buworo ha amụma
ọtụtụ ihe gbasara ajọọ-omume
ha nile, na ihe ga-abịakwute ha
ma ọ bụrụ na ha echegharịghị
site na mmehie ha nile.
15 Ma o wee ruo na ha chegha-
rịrị, ma dịka ha chegharịrị, ha
malitere ime nke ọma.
16 N'ihi na mgbe Moronaịha

12*a* Obad. 1:3–4;
OznỌd. 101:42.
*b* 1 Tim. 6:17;
2 Nif. 9:42.
*c* OznỌd. 42:30–31.
13*a* NGAN Mpako.
14*a* Hil. 3:21.

hụrụ na ha chegharịrị, ọ gbalịrị idughari ha site n'ebe ruo n'ebe, ma site n'obodo-ukwu ruo n'obodo-ukwu, ọbụna ruo na ha nwetaghachịrị otu ọkara nke ihe-onwunwe ha na otu ọkara nke ala ha nile.
17 Ma otu a ka afọ nke iri isii na otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe siri gwụchaa.
18 Ma o wee ruo n'afọ nke iri isii na abụọ nke ọchịchị nke ndị-ikpe, na Moronaịha enweghị ike inwetaghachị ihe-onwunwe ọzọ site n'aka ndị Leman.
19 Ya mere ha hapụrụ atụmatụ ha inweta ala nile ndị nke fọdụrụ, n'ihi na ọnụ-ọgụgụ ndị Leman dịịrị oke imerime nke mere na o kweghịzi ndị Nifaị omume inweta ike ọzọ karịa ha; ya mere Moronaịha tinyere ndị-agha ya nile n'ọrụ n'ichekwa akụkụ ndị ahụ nile o wereworo.
20 Ma o wee ruo, n'ihi nnukwu nke ọnụ-ọgụgụ nke ndị Leman ndị Nifaị nọọrọ na nnukwu ịtụ-egwu, eleghị-anya ha ga-akarị ha ike, ma zọda, ma gbuo, ma bibie ha.
21 E, ha malitere icheta amụma nile nke Alma, na kwa okwu nile nke Mosaịa; ma ha hụrụ na ha abụwọrịị ndị na-akpọ-ekwenkụ, ma na ha edebewo iwu-nsọ nile nke Chineke ka ihe efu;
22 Ma na ha agbanwewo ma zọgide [a]iwu nile nke Mosaịa n'okpuru ụkwụ ha, ma-ọbụ ihe ahụ nke Onye-nwe nyere ya iwu-nsọ inye ndị ahụ; ma ha hụrụ na iwu ha nile emebisịwo ha, ma na ha abụrụwo ndị ajọọ-omume, nke bụ na ha abụrụwo ndị ajọọ-omume ọbụna dịka ndị nke Leman.
23 Ma n'ihi ajọọ-omume ha, nzukọ-nsọ ahụ amalitewọrịị [a]ịla-azụ; ma ha malitere n'ekwenyeghị na mụọ nke ibu-amụma ma na mụọ nke mkpughe; ma ikpe nile nke Chineke lekwasịgidere ha anya n'iru.
24 Ma ha hụrụ na ha [a]adịghịzi ike, dịka ụmụnne ha nwoke, ndị Leman, ma na [b]Mụọ nke Onyenwe anakwaghị echekwa ha; e, o sepụwọrịị aka site n'arụ ha n'ihi na Mụọ nke Onye-nwe anaghị ebi na [c]temple nile na-adịghị nsọ —
25 Ya mere Onye-nwe kwụsịrị ichekwa ha site n'ụzọ ọrụ-ebube ya na ike na-enweghị-atụ, n'ihi na ha adabawo n'ọnọdụ nke [a]ekweghị-ekwe na ajọọ-omume dị-egwu; ma ha hụrụ na ndị Leman dị imerime n'ọnụ-ọgụgụ karịa ha, na ma-ọbụghị na ha [b]ga-adabere n'Onye-nwe Chineke ha, ha ga-alarịrị n'iyi na-enweghị ihe mgbochi.
26 N'ihi na lee, ha hụrụ na ume nke ndị Leman dị ukwuu dịka ume ha, ọbụna otu nwoke na nwoke ibe ya. Ma otu a ka ha dabaworo n'ime nnukwu njehie nke a; e, otu a ka ha sịworo ghọọ ndị na-adịghị ike, n'ihi njehie ha, n'oge [a]na-abụghị ọtụtụ afọ.

22*a* Alma 1:1.
23*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
24*a* Mosa. 1:13.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* Mosa. 2:37; Alma 7:21; 34:36.
25*a* NGAN Ekweghị-ekwe.
*b* Jekọb 6:5.
26*a* Alma 46:8; Hil. 12:3–4.

## ISI 5

*Nifaị na Lihaị nyefere onwe ha ikwusa ozi-ọma — Aha ha na-akpọ ha oku imezi ndụ ha dịka nke ndị bu ha ụzọ — Kraịst na-agbapụta ndị na-echeghari — Nifaị na Lihaị nwetara ọtụtụ ndị gbanwere ma a tụrụ ha mkpọrọ, ma ọkụ gbachibidoro ha gburu-gburu — Igwe-ojii nke ọchịchịrị kpuchidere ndị mmadụ dị narị atọ — Ụwa na-ama jijiji, ma otu olu na-enye ndị mmadụ iwu ka ha chegharịa — Nifaị na Lihaị wee kparịta ụka ha na ndị mụọ-ozi, ma igwe mmadụ ahụ ọkụ gbachibidoro ha gburu-gburu. Ihe dịka n'afọ 30 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na n'ime otu afọ nke a, lee, [a]Nifaị nyefere otu nwoke aha ya bụ Sizorọm oche-ikpe ahụ.
2 N'ihi na ebe ọbụ na iwu ha nile na ọchịchị ha nile ehiwere ha site [a]n'olu nke ndị ahụ, ma ndị nke [b]họọrọ ajọọ-ihe dị imerime n'ọnụ-ọgụgụ karịa ndị nke họọrọ ihe ọma, ya mere ha nọ na-acha maka mbibi, n'ihi na iwu nile ahụ e mebiwo ha.
3 E, ma nke a abụghị ihe nile; ha bụụrụ ndị na-akpọ-ekwenkụ, nke mere na e nweghị ike iji iwu ma-ọbụ ikpe-ziri-ezi chịa ha, ma ọbụghị na mbibi ha.
4 Ma o wee ruo na Nifaị ike agwụwo ya n'ihi ajọọ-omume ha; ma o [a]nyepụrụ oche-ikpe ahụ, ma wekwasị ya onwe ya ikwusa okwu nke Chineke ụbọchị ya nile nke fọdụrụ, na kwa nwanne ya nwoke Lihaị, ụbọchị ya nile fọdụrụ;
5 N'ihi na ha chetara okwu nile nke nna ha Hilaman gwara ha. Ma ndị a bụ okwu ndị nke o kwuru:
6 Lee, ụmụ m nwoke, a chọrọ m ka unu cheta idebe iwu-nsọ nile nke Chineke, ma ọ ga-adị m mma ka unu kwupụtara ndị ahụ okwu ndị a. Lee, e nyewo m unu aha nile nke [a]ndị nne na nna mbụ anyị ndị sitere n'ala nke Jerusalem pụta; ma nke a ka m meworo ka ọ ga-abụ na mgbe unu chetara aha unu, unu ga-echeta ha; ma mgbe unu chetara ha, unu ga-echeta ọrụ ha nile; ma mgbe unu chetara ọrụ ha nile, unu ga-amata otu e siri kwuo, ma dee kwa, na ha bụ ndị dị [b]mma.
7 Ya mere, ụmụ m nwoke, ọ ga-adị m mma ka unu na-eme ihe-ọma, ka e wee kwuo maka unu, ma dee kwa, ọbụna dịka e sịworo kwuo ma dee maka ha.
8 Ma ugbua ụmụ m nwoke, lee, e nwere m ihe ụfọdụ ọzọ m na-achọ n'aka unu, nke ihe ahụ m na-achọ bụ, ka unu ghara ime ihe ndị a ka unu wee na-etu ọnụ, kama ka unu mee ihe ndị a ịkpadolitere onwe unu [a]akụ n'elu-igwe, e, nke dị ebighi-ebi, na nke na-anaghị añachapụ-añachapụ; e, ka unu nweta [b]onyinye oke-ọnụ-ahịa nke ndụ-ebighi-ebi ahụ, nke anyị nwere ihe kpatara anyị ji na-eche na enyewo ya ndị nna anyị ha.
9 O cheta, cheta, ụmụ m

**5** 1*a* Hil. 3:37.
2*a* Mosa. 29:25–27.
*b* Alma 10:19.
4*a* Alma 4:15–20.
6*a* 1 Nif. 1:1, 5.
*b* 2 Nif. 33.
8*a* 3 Nif. 13:19–21.
*b* OznỌd. 14:7.

nwoke, [a]okwu nile nke eze
Benjamịn gwara ndị ya; e, cheta
na ọ dịghị ụzọ ọzọ ma-ọbụ otu
mmadụ ga-esi nwee-nzọpụta,
nanị site na [b]ọbara-aja mgba-
ghara mmehie nke Jisus Kraịst,
onye ga-abịa; e, cheta na ọ
na-abịa [c]ịgbapụta [d]ụwa.
10 Ma cheta kwa [a]okwu nile nke
Amiulek gwara Ziezrọm, n'obo-
do-ukwu nke Amọnaịha; n'ihi na
ọ gwara ya na Onye-nwe ga-abịa
n'ezie ịgbapụta ndị ya, ma na ọ
gaghị abịa ịgbapụta ha n'ime
mmehie ha nile, kama ịgbapụta
ha site na mmehie ha nile.
11 Ma o nwere ike e nyere ya
site na Nna ahụ ịgbapụta ha site
na mmehie ha nile n'ihi nche-
gharị; ya mere o [a]zigawo ndị
mụọ-ozi ya ikwusa ozi ọma nile
ahụ nke ọnọdụ nile nke nche-
gharị, nke na-eweta ike nke
Onye-mgbapụta, ruo na nzọpụ-
ta nke mkpụrụ-obi ha nile.
12 Ma ugbua, ụmụ m nwoke,
cheta, cheta na ọ bụ n'elu [a]nku-
me nke Onye Mgbapụta anyị,
onye bụ Kraịst, Ọkpara nke
Chineke, ka unu ga-ewurịrị
[b]ntọ-ala unu; ka ọ ga-abụ mgbe
ekwensu ga-ezipụ ikuku ike ya,
e, akụ ya nile n'ime ifufe-gburu-
gburu, e, mgbe uzu mmiri elu-
igwe ya na [c]ebili mmiri ike ya
ga-apịakwasị unu, ọ gaghị enwe
ike n'arụ unu ịdọkpụda unu
n'ọlụlụ nke nhuju-anya na ahụhụ
agwụgh-agwụ, n'ihi nkume
ahụ n'elu nke e wuru unu, nke
bụ ezigbo ntọ-ala, ntọ-ala n'elu
nke ọbụrụ na ndị mmadụ wuo
ụlọ, ha agaghị ada.
13 Ma o wee ruo na ndị a bụ
okwu nile nke Hilaman [a]kuziiri
ụmụ ya ndị nwoke; e, ọ kuziiri
ha ọtụtụ ihe ndị ana-edeghị ede,
na kwa ọtụtụ ihe ndị e dere ede.
14 Ma ha chetara okwu ya nile;
ma ya mere ha gagharịrị, na-
edebe iwu-nsọ nile nke Chineke,
ikuzi okwu nke Chineke n'etiti
ndị nile nke Nifaị, malite n'o-
bodo-ukwu Uju;
15 Ma site n'ebe ahụ ruo n'obo-
do-ukwu nke Gịd; ma site n'o-
bodo-ukwu nke Gịd ruo n'obo-
do-ukwu nke Miulek;
16 Ma ọbụna site n'otu obodo-
ukwu ruo n'ọzọ, ruo mgbe ha
gagharịworo n'etiti ndị nke
Nifaị nile ndị nọ n'ala dị na ndị-
da-ndịda; na site n'ebe ahụ baa
n'ime ala nke Zarahemla, n'eti-
ti ndị Leman.
17 Ma o wee ruo na ha jiri nnu-
kwu ike kwusaa ozi-ọma, nke
mere na ha mechịrị ọnụ ọtụtụ
[a]ndị nghọtahie ahụ ndị gafewo-
ro site na ndị Nifaị, nke mere na
ha bịaruru ma kwupụta mmehie
ha nile ma e mere ha baptism
baa n'ime nchegharị, ma otu
mgbe ahụ ha laghachịkwuru
ndị Nifaị ijisike imeziri ha ihe
nile ha meluru.

9*a* Mosa. 2:9.
*b* Mosa. 3:17–18.
NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*d* NGAN Ụwa—Ndị na-adịghị erubere iwu-nsọ nile.
10*a* Alma 11:34.
11*a* Alma 13:24–25.
12*a* Mat. 7:24–27; OznỌd. 6:34; Moses 7:53.
NGAN Nkume-njikọ; Oke-nkume.
*b* Aisa. 28:16; Jekọb 4:16.
*c* 3 Nif. 14:25, 27.
13*a* Mosa. 1:4.
17*a* Hil. 4:4.

18 Ma o wee ruo na Nifaị na
Lihaị kwusaara ndị Leman ozi-
ọma jiri nnukwu ike na ikike,
n'ihi na ha nwere ike na ikike e
nyere ha ka ha wee [a]kwuo, ma
ha nwekwara ihe ha ga-ekwu e
nyere ha—
19 Ya mere ha kwuru okwu
dị nnukwu ịtụ-n'anya nke ndị
Leman, ruo n'ime ka ha [a]kwe-
nye, nke mere na e nwere puku
asatọ nke ndị Leman ndị nọ
n'ala nke Zarahemla na gburu-
gburu e mere baptism baa na
nchegharị, ma ha kwenyere
maka ajọọ-omume nke omena-
la nile nke ndị nna ha.
20 Ma o wee ruo na Nifaị na
Lihaị gara n'iru site n'ebe ahụ
ịga n'ala nke Nifaị.
21 Ma o wee ruo na ndị-agha
nke ndị Leman kpọrọ ha ma
tụba ha n'ime [a]ụlọ-mkpọrọ; e,
ọbụna n'ime otu ụlọ-mkpọrọ
ahụ n'ime nke ụmụ-oru nke
Lịmhaị tụbara Amọn na ụmụn-
ne ya nwoke.
22 Ma mgbe a tụbaworo ha
n'ime ụlọ-mkpọrọ ọtụtụ ụbọchị
n'erịghị nri, lee, ha gabara n'ime
ụlọ-mkpọrọ ịkpọrọ ha ka ha
gbuo ha.
23 Ma o wee ruo na Nifaị
na Lihaị a gbachibidoro ha
gburu-gburu dịka site [a]n'ọkụ,
ọbụna nke mere na ha anwaghị
anwa imetụ ha aka n'ihi ịtụ-
egwu eleghị anya a ga-agba ha
ọkụ. Otu o sila dị, Nifaị na
Lihaị a gbaghị ha ọkụ; ma ha
dịka ha na-eguzo n'etiti ọkụ ma
ọkụ ereghị ha.
24 Ma mgbe ha hụrụ na [a]ogidi
nke ọkụ gbachibidoro ha gbu-
ru-gburu, ma na o reghị ha, obi
ha nile nwere mgbam-ume.
25 N'ihi na ha hụrụ na ndị
Leman anwaghị-anwa imetụ ha
aka; ọbụghị ma ha nwara anwa
ịbịakwute ha nso, kama guzoro
dịka akụrụ ha ogbu n'oke ịtụ-
n'anya.
26 Ma o wee ruo na Nifaị na
Lihaị guzoro ma malite ịgwa ha
okwu, na-asị: Atụla egwu, n'ihi
na lee, ọ bụ Chineke bụ onye
gosịworo unu ihe ịtụn'anya nke
a, n'ime nke e gosịrị unu na unu
enweghị ike imetụ anyị aka igbu
anyị.
27 Ma lee, mgbe ha kwuworo
okwu ndị a, ala mara jijiji karịa,
ma mgbidi nile nke ụlọ-mkpọ-
rọ ahụ mara jijiji dịka ha na-achọ
ịtụgharị daa n'ala; mana lee,
ha adaghị. Ma lee, ndị nke nọ
n'ụlọ mkpọrọ bụ ndị Leman na
ndị Nifaị bụ ndị nghọtahie.
28 Ma o wee ruo na igwe-ojii
nke [a]ọchịchịrị kpuchidere ha,
ma ezigbo ụjọ dị egwu bịakwa-
sịrị ha.
29 Ma o wee ruo na [a]olu bịara
dịka ọ dị n'elu igwe-ojii nke
ọchịchịrị ahụ, na-asị: Chegha-
rịa nụ, chegharịa nụ, ma achọ-
kwala ọzọ ibibi ndị na-ejere m
ozi ndị m zipụtaworo nye unu
ikwupụta ozi nke ihe ọma.
30 Ma o wee ruo mgbe ha

18*a* OznỌd. 100:5–8.
NGAN Buo Amụma,
Ibu-amụma.
19*a* NGAN Mgbanwe,
Onye Agbanwere;
Ọrụ Mgbasa
Ozi-ọma.
21*a* Mosa. 7:6–7; 21:23.
23*a* Ọpụ. 3:2.
24*a* Ọpụ. 14:24;
1 Nif. 1:6;
OznỌd. 29:12;
A—JS 1:16.
28*a* Ọpụ. 14:20.
29*a* 3 Nif. 11:3–14.

nụrụ olu nke a, ma hụ na ọbụ-
ghị olu nke egbe-elu-igwe, ọbụ-
ghị ma-ọbụ olu nke nnukwu
mkpọtụ ọgba-aghara, kama lee,
ọ bụ [a]olu dị nwayọ nke ọdị-
nwayọ zuru-oke, dịka ọ bụ nta-
ka-ụka, ma ọ dụpuru ọbụna
ruo n'ime mkpụrụ-obi—
31 Ma na-agbanyeghị ịdị-nwa-
yọ nke olu ahụ, lee ala mara jijiji
karịa, ma mgbidi nile nke ụlọ-
mkpọrọ ahụ megharịkwara arụ
ọzọ, dịka ọ chọrọ ịtụgharị daa
n'ala; ma lee igwe-ojii nke ọchị-
chịrị, nke kpuchiteworo ha,
agbasasịghị—
32 Ma lee olu ahụ bịara ọzọ,
na-asị: Chegharịa nụ, chegha-
rịa nụ, n'ihi na ala-eze nke elu-
igwe dị nso; ma achọla ibibi ndị
na-ejere m ozi ọzọ. Ma o wee
ruo na ala mara jijiji ọzọ, ma
mgbidi nile ahụ megharịrị arụ.
33 Ma ọzọ kwa nke ugboro atọ
olu ahụ bịara, ma gwa ha okwu
ịtụ-n'anya nile nke mmadụ na-
enweghị ike ikwu; ma mgbidi
nile ahụ megharịrị arụ ọzọ, ma
ala mara jijiji dịka ọ chọrọ ike-
wasị ekewasị.
34 Ma o wee ruo na ndị Leman
enweghị ike ịgbafu n'ihi igwe-
ojii nke ọchịchịrị ahụ nke kpu-
chidere ha; e, na kwa ha enwe-
ghị ike ịpụ n'ihi egwu nke
bịakwasịrị ha.
35 Ugbua e nwere otu n'etiti
ha onye bụ onye nke ndị Nifaị
site n'ọmụmụ, onye bụrụworo-
rịị onye nke nzukọ-nsọ nke
Chineke otu mgbe ma o nwewo
nghọtahie site n'ebe ha nọ.
36 Ma o wee ruo na ọ tụgharịrị
ya gburu-gburu, ma lee, o hụrụ
site n'igwe-ojii nke ọchịchịrị
ahụ iru nke Nifaị na Lihaị; ma
lee, ha nyere [a]ìhè karịa, ọbụna
dịka iru nke ndị mụọ-ozi. Ma o
hụrụ na ha welitere anya ha
n'elu-igwe; ma ha nọ dịka ha
na-ekwu okwu ma-ọbụ na-ewe-
lite olu ha nye ihe dịka mmadụ
onye ha na-ele.
37 Ma o wee ruo na nwoke a
tikuru igwe-mmadụ ahụ, ka ha
wee tụgharịa ma lee. Ma lee, e
nwere ike e nyere ha nke mere
na ha tụgharịrị ma lee; ma ha
hụrụ iru nile nke Nifaị na Lihaị.
38 Ma ha sịrị nwoke ahụ: Lee,
gịnị ka ihe nile ndị a pụtara, ma
onye ka ọ bụ nke ya na ndị a
na-akparịta ụka?
39 Ugbua aha nwoke ahụ bụ
Amịnadab. Ma Amịnadab sịrị
ha: Ha na-akparịta ụka ha na
ndị mụọ-ozi nke Chineke.
40 Ma o wee ruo na ndị Leman
sịrị ya: [a]Gịnị ka anyị ga-eme, ka
e wepụ igwe-ojii nke ọchịchịrị
a site n'ikpuchite anyị?
41 Ma Amịnadab sịrị ha: Unu
[a]ga-echegharịrị, ma tikuo olu
ahụ, ọbụna ruo mgbe unu ga-
enwe [b]okwukwe n'ime Kraịst,
onye a kuziiri unu maka ya site
n'aka Alma, na Amiulek, na
Ziezrọm; ma mgbe unu ga-eme
nke a, a ga ewepụ igwe-ojii nke
ọchịchịrị ahụ site n'ikpuchide
unu.
42 Ma o wee ruo na ha tikuru
olu nke onye ahụ meworo ka
ala maa jijiji; e, ha tiri ọbụna

30*a* 1 Ndez. 19:12; OznỌd. 85:6.
36*a* Ọpụ. 34:29–35; Ọlndoz. 6:15.
40*a* Ọlndoz. 2:37–39.
41*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* NGAN Okwukwe.

ruo mgbe e kposasịrị igwe-ojii
nke ọchịchịrị ahụ.
43 Ma o wee ruo na mgbe ha
legharịrị anya ha gburu-gburu,
ma hụ na e kposasịrị igwe-ojii
nke ọchịchịrị ahụ site n'ikpu-
chide ha, lee, ha hụrụ na a [a]gba-
chibidoro ha gburu-gburu, e
mkpụrụ-obi ọbụla, site n'ogidi
nke ọkụ.
44 Ma Nifaị na Lihaị nọọrọ
n'etiti ha; e, a gbachibidoro ha
gburu-gburu; e, ha dịka ha nọ
n'etiti ire ọkụ, ma na o merụghị
ha arụ, ọbụghị na o rekwasịrị
mgbidi nile nke ụlọ-mkpọrọ
ahụ; ma ha jupụtara [a]n'ọṅụ
ahụ nke ọnụ na-apụghị ikwu
ma jupụtara n'otuto.
45 Ma lee, [a]Mụọ Nsọ nke
Chineke gbadatara site n'elu-
igwe, ma banye n'ime obi ha
nile, ma e mejupụtara ha dịka e
jiri ọkụ, ma ha nwere ike [b]kwu-
pụta ọtụtụ okwu ịtụ-n'anya.
46 Ma o wee ruo na olu bịa-
kwutere ha, e, olu nwere mmasị,
dịka ọ bụ ntaka-ụka, na-asị:
47 [a]Udo, udo dịrị unu, n'ihi
okwukwe unu n'ime Onye m
Huru-n'anya Ezie, onye dị site
na ntọ-ala nke ụwa.
48 Ma ugbua, mgbe ha nụrụ
nke a ha leliri anya ha nile dịka
n'ile ebe olu ahụ siri bịa; ma lee,
ha hụrụ [a]elu-igwe ka o meghere;
ma ndị mụọ-ozi gbadatara site
n'elu-igwe ma kwusaara ha
ozi-ọma.
49 Ma ha dị ihe dịka narị
mmadụ atọ ndị hụrụ ma nụ ihe
ndị a; ma a gwara ha ka ha gaa
n'iru ma ghara ịtụ egwu, ọbụghị
ma ha ga-enwe obi abụọ.
50 Ma o wee ruo na ha gara
n'iru, ma kwusaara ndị ahụ ozi-
ọma, na-ekwupụta gazuo mpa-
ghara ahụ nile gburu-gburu ihe
nile nke ha nụworo ma hụ, nke
mere na akụkụ ndị nke karịrị
na ndị Leman, ha mere ka ha
kwenye, n'ihi nnukwu ịgba-ama
nile nke ha nataworo.
51 Ma ka ha ra bụ ndị e mere
ka ha [a]kwenye tọgbọrọ ngwa-
ọgụ ha nile nke agha, na kwa
ịkpọ-asị ha na omenala nke ndị
nna ha.
52 Ma o wee ruo na ha nyepụrụ
ndị Nifaị ala nile nke onwunwe
ha.

## ISI 6

*Ndị ezi-omume ndị Leman kwusaa-ra ndị ajọọ-omume ndị Nifaị ozi-ọma—Ndị mba abụọ ndị a mere nke ọma n'oge udo na ụba—Lusifa, onye mmalite nke mmehie, kwalite-re obi nile nke ndị ajọọ-omume na ndị otu-ori Gadiantọn n'igbu-mma-dụ na ajọọ-omume—Ndị ori ahụ wee weghara ọchịchị ndị Nifaị. Ihe dịka n'afọ 29 ruo 23 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na mgbe afọ
nke iri isii na abụọ nke ọchịchị
nke ndị-ikpe gwụchaworo, ihe
ndị a nile emesịwo ma ndị
Leman abụrụwo, akụkụ ndị nke
karịrị n'ime ha, ndị ezi-omu-
me, nke mere na [a]ezi-omume
ha karịrị nke ndị Nifaị, n'ihi

43*a* 3 Nif. 17:24; 19:14.
44*a* NGAN Ọ́hù.
45*a* 3 Nif. 9:20; Ita 12:14.
*b* NGAN Onyinye nile nke Mụọ.
47*a* NGAN Udo.
48*a* 1 Nif. 1:8.
51*a* Alma 31:5.
**6** 1*a* Hil. 13:1.

ịkwụsike ha na iguzosike ha n'okwukwe ahụ.
2 N'ihi na lee, e nwere ọtụtụ ndị nke Nifaị ndị [a]mesịworo obi ha ike na enweghị nchegharị na ajọọ-omume karịrị akarị, nke mere na ha jụrụ okwu nke Chineke na nkwusa ozi-ọma nile na ibu-amụma nke bịara n'etiti ha.
3 Otu o sila dị, ndị nke nzukọ-nsọ ahụ nwere nnukwu ọñụ n'ihi mgbanwe nke ndị Leman, e, n'ihi nzukọ-nsọ nke Chineke, nke e hiweworo n'etiti ha. Ma ha [a]mere enyi otu onye na ibe ya, ma ñụrịa-ọnụ otu onye na ibe ya, ma nwee nnukwu ọñụ.
4 Ma o wee ruo na ọtụtụ ndị Leman gbadatara n'ala nke Zarahemla, ma kwupụtaara ndị nke ndị Nifaị otu ha siri nwee [a]mgbanwe, ma gbaa ha ume inwe okwukwe na nchegharị.
5 E, ma ọtụtụ jiri nnukwu ike na ikike kwusaa ozi-ọma, ruo n'iwedata ọtụtụ ha n'ime omimi nile nke obi umeala, ịbụ ndị na-eso ụzọ Chineke na Nwa-atụrụ ahụ n'obi umeala.
6 Ma o wee ruo na ọtụtụ ndị Leman ahụ gabara n'ala nke dị n'elu-elu; na kwa Nifaị na Lihaị gabara [a]n'ala nke dị n'elu-elu ikwusara ndị ahụ ozi-ọma. Ma otu a ka afọ nke iri isii na atọ siri gwụchaa.
7 Ma lee, e nwere udo n'ala ahụ nile, nke mere na ndị Nifaị gabara n'akụkụ ọbụla nke ala ahụ ha chọrọ, ma-ọbụ n'etiti ndị Nifaị ma-ọbụ ndị Leman.
8 Ma o wee ruo na ndị Leman gakwara ebe ọbụla ha chọrọ, ma-ọbụ n'etiti ndị Leman ma-ọbụ n'etiti ndị Nifaị; ma otu a ha nwere onwe ha n'ezigbo mmekọrịta otu onye na ibe ya, ịzụ na ire, na irite uru, dịka ọchịchọ ha siri dị.
9 Ma o wee ruo na ha bara ụba akụ karịa, ma ndị Leman ma ndị Nifaị; ma ha nwere nnukwu ọla-edo karịrị akarị, na nke ọla-ọcha, na nke ụdị ọla dị oke-ọnụ-ahịa nile n'ụdị dị iche iche karịrị akarị, ma n'ala dị na ndịda ndịda ma ala nke dị n'elu-elu.
10 Ugbua ala nke dị na ndịda-ndịda a kporọ ya Lihaị, ma ala nke dị n'elu-elu a kpọrọ ya [a]Miulek, nke bụ dịka aha nwa nwoke nke Zedekaịa; n'ihi na Onye-nwe kpọtara Miulek n'ala nke dị n'elu-elu, ma Lihaị n'ala nke dị na ndịda ndịda.
11 Ma lee, e nwere ụdị ọla-edo dị iche iche n'ala abụọ ndị ahụ, na nke ọla-ọcha, na nke ntụ-igwe dị oke-ọnụ ahịa n'ụdị ọbụla; ma e nwekwara ndị-ọrụ-aka na-agụ agụụ mmata, ndị na-arụ ụdị ntụ-igwe nile ọbụla ma na-asacha ya; ma otu a ka ha siri baa ụba akụ.
12 Ha zulitere akụkụ-ubi ebe o buru ibu, ma n'elu-elu ma na ndịda-ndịda; ma ha mere nke-ọma karịa, ma n'elu-elu ma na ndịda-ndịda. Ma ha mụbara ma gbasie ike karịa n'ala ahụ. Ma ha zulitere igwe-anụ na igwe-anụ-manụ, e, na ọtụtụ ụmụ ehi na ụmụ atụrụ.

2*a* Ndi Rom 1:28–32.
3*a* NGAN Mee Enyi.
4*a* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.
6*a* Alma 63:4–9; Hil. 3:11–12.
10*a* Mosa. 25:2–4; Hil. 8:21.

13 Lee ndịnyom ha na-arụ ọrụ ma na-akụ ogho, ma na-eme ụdị akwa nile dị iche iche, nke ọmarịcha akwa linen gbakọrọ agbakọ na ụdị akwa nile ọbụla, iji kpuchie ọtọ ha. Ma otu a ka afọ nke iri isii na anọ jiri gabiga n'udo.
14 Ma n'afọ nke iri isii na ise ha nwekwara nnukwu ọñụ na udo, e, nnukwu ikwusa ozi-ọma na ọtụtụ ibu-amụma gbasara ihe ndị nke ga-abịa. Ma otu a ka afọ nke iri isii na ise jiri gafee.
15 Ma o wee ruo na n'ime afọ nke iri isii na isii nke ọchịchị nke ndị-ikpe, lee, e gburu [a]Sizorọm site n'aka onye a na-amataghị, mgbe ọ nọdụrụ n'elu oche-ikpe ahụ. Ma o wee ruo na n'ime otu afọ ahụ, na nwa ya nwoke, onye ndị ya họpụtaworo n'ọnọdụ ya, e gbukwara ya. Ma otu a ka afọ nke iri isii na isii siri gwụchaa.
16 Ma na mmalite nke afọ nke iri isii na asaa ndị ahụ malitere ime ajọọ-omume ọzọ karịa.
17 N'ihi na, Onye-nwe agọziwo ha ogologo oge a jiri akụ na ụba nke ụwa, na a kpalitebeghị ha n'iwe, ịlụ agha, ma-ọbụ ịkwafu ọbara; ya mere ha malitere ịtụkwasị obi ha n'akụ na ụba ha nile; e, ha malitere ịchọ inweta uru ka e wee bulite ha elu, otu karịa ibe ya; ya mere ha malitere [a]igbu-mmadụ nzuzo, na ịzụ ori na ịpụnara ihe, ka ha wee nwetakwa uru.
18 Ma ugbua lee, ndị-ogbu-mmadụ nile na ndị mpụnara ihe ahụ bụụrụ otu ndị Kịshkumen na [a]Gadiantọn hiweworo. Ma ugbua o ruwo na ha dịịrị ọtụtụ, ọbụna n'etiti ndị Nifaị, nke ndị otu Gadiantọn. Mana lee, ha karịrị ọtụtụ n'etiti akụkụ ndị kara bụrụ ndị ajọọ-omume na ndị Leman. Ma a kpọrọ ha ndị ori na ndị ogbu-mmadụ nke Gadiantọn.
19 Ma-ọbụ ha bụ ndị gburu onye-isi-ikpe Sizorọm, na nwa ya nwoke, mgbe ha nọ n'oche-ikpe; ma lee, achọtaghị ha.
20 Ma ugbua o wee ruo na mgbe ndị Leman chọpụtara na e nwere ndị ori n'etiti ha o wutere ha karịa; ma ha jiri ụzọ ọbụla dị n'ike ha ibibipụ ha site n'elu iru nke ụwa.
21 Mana lee, Setan kpalitere obi nke ndị karịrị na ndị nke Nifaị, nke mere na ha jikọtaraaka ha na ndị otu nile nke ndị ori, ma baa n'ime ọgbụgba-ndụ nile na ịñụ-iyi ha nile, na ha ga-echekwa ma dokwaa otu onye na ibe ya na ụdị ọnọdụ ọbụla a ga-edebe ha, ka ha ghara ịtaahụhụ maka igbu-mmadụ ha nile, na ịpụnara ihe ha nile, na izu-ori ha nile.
22 Ma o wee ruo na ha nwere ihe iriba-ama ha nile, e, [a]ihe iriba-ama nzuzo ha nile, na okwu nzuzo ha nile; ma nke a ka ha wee mata nwanne nwoke onye baworo n'ime ọgbụgba-ndụ ahụ, otu ọ ga-abụ na ajọọ-omume ọbụla nke nwanne ya nwoke gaeme nwanne ya nwoke agaghị emerụ ya arụ, ma-ọbụ ndị nke nọ n'otu ya, ndị meworo ọgbụgba-ndụ nke a.
23 Ma otu a ka ha nwee ike

15*a* Hil. 5:1.
17*a* 3 Nif. 9:9.
18*a* Hil. 2:4, 12–13.
22*a* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.

gbuo mmadụ, ma pụnara ndị
mmadụ ihe, ma zuo ori, ma
gbaa akwụnakwụna na ụdị
ajọọ-omume nile dị iche iche,
megidere iwu nile nke mba ha
na kwa iwu nile nke Chineke ha.
24 Ma onye ọbụla nke bụ onye
otu ha ga-agbara ndị ụwa ama
maka [a]ajọọ-omume ha na ihe
arụ ha nile, a ga-ekpe ya ikpe,
ọbụghị dịka iwu nile nke mba
ha siri dị, kama dịka iwu nile
nke ajọọ-omume ha siri dị, nke
e nyeworo site n'aka Gadiantọn
na Kịshkumen.
25 Ugbua lee, ọ bụ [a]ịñụ-iyi nzu-
zo na ọgbụgba-ndụ ndị a ka
Alma nyere nwa ya nwoke iwu
na o kwesịghị ịgabakwuru ndị
ụwa, eleghị anya ha ga-abụ ụzọ
a ga-esi ewedata ndị ahụ ruo na
mbibi.
26 Ugbua lee, [a]ịñu iyi nzuzo
nile na ọgbụgba-ndụ nile ndị
ahụ abịaruteghị Gadiantọn site
n'akụkọ-ndekọta nile nke e nye-
fere Hilaman; mana lee, e tinye-
re ha n'ime obi nke Gadiantọn
site [b]n'otu onye ahụ dị adị onye
toro nne na nna mbụ anyị akpị-
rị ịracha site na mkpụrụ-osisi a
sị arachala —
27 E, otu onye ahụ dị adị onye
ya na [a]Ken gbara ìzù, na ọbụrụ
na ọ ga-egbu nwanne ya nwoke
Ebel na ndị ụwa agaghị amata
ya. Ma ọ gbara ìzù ya na Ken na
ndị na-eso ya site n'oge ahụ gaa
n'iru.
28 Na kwa ọ bụ otu onye ahụ
dị-adị bụ onye tinyere ya n'ime
obi nile nke ndị ahụ [a]iwu ụlọ-
elu tọwa dị ezigbo elu ga-edu-
ru ha ka ha nwe ike garuo elu-
igwe. Ma-ọbụ otu onye ahụ dị
adị bụ onye duru ndị ahụ siri
n'ụlọ-elu tọwa bata n'ala nke a;
onye gbasara ọrụ nile nke ọchị-
chịrị na ihe arụ nile n'ebe nile
n'iru nile nke ala ahụ, ruo mgbe
ọ dọkpụdara ndị ahụ na [b]mbibi
kpam-kpam, na ruo n'ala-mụọ
mgbe nile na-adigide.
29 E, ọ bụ otu onye ahụ dị
adị onye tinyere ya n'ime obi
nke [a]Gadiantọn ka ọ na-aga kwa
n'iru n'ọrụ nke ọchịchịrị, na nke
igbu mmadụ nzuzo; ma o wepụ-
tawo ya site na mmalite nke
mmadụ ọbụna gbada ruo n'oge
nke a.
30 Ma lee, ọ bụ ya bụ [a]onye
malitere mmehie nile. Ma lee, ọ
na-aga n'iru n'ọrụ nke ọchịchịrị
ya nile na igbu mmadụ nzuzo,
ma na-enyedata igba ìzù ha nile,
na ịñụ-iyi ha nile, na ọgbụgba-
ndụ ha nile, na atụmatụ nke
ajọọ-omume ha nile dị egwu,
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ dịka o
siri nwe ike ijidete obi nile nke
ụmụ nke mmadụ.
31 Ma ugbua lee, o nwewo
nnukwu njidesike na obi nile
nke ndị Nifaị; e, nke mere na ha
a bụrụwo ndị ajọọ-omume ka-
rịa; e, akụkụ nke karịrị n'ime ha
esịwo n'ụzọ nke ezi-omume
pụọ, ma [a]zọgide n'okpuru ụkwụ
ha iwu-nsọ nile nke Chineke,

24*a* ngan Ajọọ, Ajọọ Omume.
25*a* Alma 37:27–32.
26*a* Moses 5:29, 49–52.
*b* 3 Nif. 6:28; Moses 4:6–12.
27*a* Moses 5:18–33.
28*a* Jen. 11:1–4; Ita 1:3.
*b* Ita 8:9, 15–25.
29*a* Hil. 2:4–13.
30*a* Alma 5:39–42; Moro. 7:12, 17; Moses 4:4.
31*a* 1 Nif. 19:7.

ma tụgharịa n'ụzọ nile nke
onwe ha, ma wuliteere onwe ha
arụsị nile akpụrụ-akpụ nke ọla
edo ha na ọla-ọcha ha.
32 Ma o wee ruo na ajọọ-omu-
me nile ndị a bịakwutere ha
n'ohere [a]na-abụghị ọtụtụ afọ,
nke mere na akụkụ nke karịrị
n'ime ya bịakwasịrị ha n'afọ nke
iri isii na asaa nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị.
33 Ma ha toro n'ajọọ-omume
ha n'afọ nke iri isii na asatọ kwa,
nke kpatara mwute na ịkwa
akwa nke ndị ezi-omume.
34 Ma otu a anyị hụrụ na ndị
Nifaị malitere ịla-azụ n'ekwe-
ghị ekwe, ma na-eto n'ajọọ-
omume na ihe arụ nile, ebe ndị
Leman malitere ito-eto karịa
n'ọmụma nke Chineke ha; e, ha
malitere idebe usoro-iwu nile na
iwu-nsọ ya nile, na ịga ije n'ezi-
okwu na nguzozi n'iru ya.
35 Ma otu a anyị hụrụ na Mụọ
nke Onye-nwe malitere [a]isepụ-
aka site n'arụ ndị Nifaị, n'ihi
ajọọ-omume ahụ na isi-ike nke
obi ha nile.
36 Ma otu a anyị hụrụ na
Onye-nwe malitere ịwụpụta-
kwasi ndị Leman Mụọ ya, n'ihi
obi umeala ha na ịdị na njikere
ikwere okwu ya nile.
37 Ma o wee ruo na ndị Leman
chụrụ-nta ndị otu nke ori nile
nke Gadiantọn; ma ha kwusara
okwu nke Chineke n'etiti akụkụ
ndị nke kara bụrụ ndị ajọọ-omu-
me n'ime ha, nke mere na otu
ndị ori nke a, ebibiri ha kpam-
kpam site n'etiti ndị nke Leman.
38 Ma o wee ruo n'aka nke ọzọ,
na ndị nke Nifaị wulitere ha ma
kwado ha, site n'akụkụ ndị nke
kara bụrụ ndị ajọọ-omume
n'ime ha, ruo mgbe ha gbasasị-
woro n'ala nile nke ndị Nifaị
ahụ, ma ha arafuwo akụkụ ndị
nke kara bụrụ ndị ezi-omume
ruo mgbe ha gbadataworo n'i-
kwenye n'ọrụ ha nile ma rie site
na ngwo-ngwo nile e zutere
n'ori, na isonye ha n'igbu mma-
dụ nzuzo ha nile na ntụgwa
nile.
39 Ma otu a ha nwetara nlekọ-
ta nile nke ọchịchị ahụ, nke
mere na ha zogidere n'okpuru
ụkwụ ha ma tie ha ma dọwaa
ma tụgharịa azụ ha nye [a]ndị
ogbenye na ndị dị nwayọ, na
ndị dị umeala na-eso Chineke.
40 Ma otu a anyị hụrụ na ha
nọ n'ọnọdụ dị egwu, ma [a]na-
acharu maka mbibi mgbe nile
na-adigide.
41 Ma o wee ruo na otu a ka afọ
nke iri isii na asatọ nke ọchịchị
nke ndị-ikpe na-achị ndị nke
Nifaị siri gwụchaa.

---

AMỤMA NKE NIFAỊ, NWA NWOKE NKE HILAMAN—Chineke wee majaa ndị nke Nifaị na ya ga-eleta ha n'iwe ya, ruo n'ibibi ha kpam-kpam ma ọbụghị na ha chegharịrị site n'ajọọ-omume ha. Chineke wee jiri ajọọ ọrịa tie ndị nke Nifaị ihe; ha wee chegharịa ma tụgharịkwute ya. Samuel, onye nke Leman, wee buoro ndị nke Nifaị amụma.

---

32*a* Alma 46:8.
35*a* Mosa. 2:36; OznỌd. 121:37.
39*a* Abụọma 109:16; Alma 5:54–56; OznỌd. 56:16.
40*a* Hil. 5:2; 11:37; OznỌd. 18:6.

*Mejupụtara isi 7 ruo isi 16 e tinyekọtara.*

## ISI 7

*Nifaị ka a jụrụ n'akụkụ elu-elu ma ọ laghachịrị na Zarahemla — O kpere ekpere n'ụlọ-elu tọwa ubinta ya ma mgbe ahụ kpọkuo ndị ahụ ka ha cheghariạ ma-ọbụ laa n'iyi. Ihe dịka n'afọ 23 ruo 21 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, ugbua o wee ruo n'afọ nke
iri isii na iteghete nke ọchịchị
nke ndị-ikpe na-achị ndị nke
ndị Nifaị, na Nifaị, nwa nwoke
nke Hilaman, [a]laghachiri n'ala
nke Zarahemla site n'ala dị
n'elu-elu.
2 N'ihi na ọ gawọrịị n'iru n'etiti
ndị nke nọ n'ala ahụ dị n'elu-
elu, ma kwusaara ha okwu nke
Chineke, ma buoro ha amụma
ọtụtụ ihe;
3 Ma ha jụrụ okwu ya nile, nke
mere na o nweghị ike ịnọ n'etiti
ha, kama laghachị ọzọ n'ala nke
ọmụmụ ya.
4 Ma ebe ọ hụrụ ndị ahụ n'ọ-
nọdụ nke ụdị ajọọ-omume a dị
egwu, na ebe ndị ori Gadiantọn
ahụ na-emejupụta oche-ikpe ahụ
nile — ebe ha pụnariworo ike
na ikike nke ala ahụ; na-edebe
n'akụkụ iwu-nsọ nile nke
Chineke, na adịghị eme ọbụna
ihe ntakịrị ziri-ezi n'iru ya;
anaghị emeso ụmụ nke mmadụ
ihe ziri-ezi,
5 Na-ekwutọ ndị ezi-omume
n'ihi ezi-omume ha; na-ahapụ
ndị ikpe mara na ndị ajọọ-omu-
me ka ha laa n'enweghị ntaram-
ahụhụ n'ihi ego ha; ma nke ka
nke idebe ha n'ọkwa dị n'isi nke
ndị ọchịchị, ịchị na ime dịka ha
siri chọọ, ka ha wee nweta uru
na otuto nke [a]ụwa, ma, nke ka
nke, ka o wee dịrị ha mfe ịkwa
iko, ma zuo ori, ma gbuo mma-
dụ, ma mee dịka ọchịchọ nke
onwe ha nile siri dị —
6 Ugbua nnukwu ajọọ-omu-
me nke a abịakwasịwo ndị nke
Nifaị, n'ohere nke na-adịghị
ọtụtụ afọ; ma mgbe Nifaị
hụrụ ya, mkpụrụ-obi ya zara
aza na mwute n'ime obi ya; ma
o tiri mkpu na mgbu nke mkpụ-
rụ-obi ya:
7 O, na m gararịị enwe ụbọchị
m nile n'ụbọchị ndị nile mgbe
nna m Nifaị pụtara mbụ site
n'ala nke Jerusalem, na m gaara
añụrị ọnụ mụ na ya n'ala nke e
kwere na nkwa; mgbe ahụ ka ọ
naara adị mfe ikuziri ndị ya,
kwusie ike n'idebe iwu-nsọ nile
nke Chineke, ma na-aga nwayọ
n'ikwe nduba n'ajọọ-omume;
ma ha naara eme ọsọ-ọsọ ịña-ntị
n'okwu nile nke Onye-nwe —
8 E, ọbụrụ na ụbọchị m nile
gaara abụ n'ụbọchị nile ndị ahụ,
mgbe ahụ ka mkpụrụ-obi m
gaararịị enwe ọñụ n'ezi-omume
nke ụmụnne m ndị nwoke.
9 Mana lee, e zipụtara m na ndị
a bụ ụbọchị nile nke m, ma na
mkpụrụ-obi m ga-ejupụta na
mwute n'ihi ajọọ-omume nke a
nke ụmụnne m nwoke.
10 Ma lee, ugbua o wee ruo na
ọ bụ n'elu ụlọ-elu tọwa, nke dị
n'ime ubi-nta nke Nifaị, nke dị

**7** 1*a* Hil. 6:6. 5*a* Mat. 13:22; 16:26.

n’akụkụ okporo-ụzọ nke duba-
ra na nnukwu ahịa, nke dị
n’obodo-ukwu nke Zarahemla;
ya mere, Nifaị akpọwo-isi-ala
n’elu ụlọ-elu tọwa ahụ nke dị
n’ubi-nta ya, ụlọ elu tọwa
nke dị kwa nso n’ọnụ-ụzọ ama
n’akụkụ nke okporo-ụzọ ahụ
siri gaa.
11 Ma o wee ruo na o nwere
ụfọdụ ndị nwoke na-agafe ma
hụ Nifaị ka ọ na-awụpụta
mkpụrụ-obi ya nye Chineke
n’elu ụlọ-elu tọwa ahụ; ma ha
gbara ọsọ ma gwa ndị ahụ ihe
ha hụworo, ma ndị ahụ bịakọta-
ra n’igwe n’igwe ka ha nwe ike
mata ihe kpatara nnukwu iru-
uju dị otu a maka ajọọ-omume
nke ndị ahụ.
12 Ma ugbua, mgbe Nifaị bili-
tere ọ hụrụ igwe-igwe mmadụ
ndị gbakọtaworo ọnụ.
13 Ma o wee ruo na o meghere
ọnụ ya ma sị ha: Lee, [a]gịnị mere
unu jiri kpọkọta onwe unu ọnụ?
Ka m wee gwa unu maka ajọọ-
omume unu?
14 E, n’ihi na arịkwasịrịwo
m n’elu ụlọ-elu tọwa m ka m
wee wụpụta mkpụrụ-obi m nye
Chineke m, n’ihi mwute karịrị
akarị nke obi m, nke bụ n’ihi
ajọọ-omume unu nile!
15 Ma n’ihi iru-uju m na ịkwa
akwa m, unu akpọkọtawo onwe
unu ọnụ, ma ọ tụrụ unu n’anya;
e, ma ọ dị nnukwu mkpa ka ọ tụ
unu n’anya; e, o kwesịrị ịtụ unu
n’anya n’ihi na e nyepụrụ unu
nke mere na ekwensu ejidesi-
wo obi unu nnukwu ike.
16 E, olee otu unu sịworo nye
efe maka ito-akpịrị nke onye
ahụ na-achọ ịtụda mkpụrụ-obi
unu nile n’ọnọdụ nhuju anya
mgbe nile na-adigide na ahụhụ
agwụgh-agwụ?
17 O chegharịa nụ, chegharịa
nụ! [a]Gịnị mere unu ga-eji nwụọ?
Tụgharịa nụ, tụgharịkwute nụ
Onye-nwe Chineke unu. Gịnị
mere o jiri hapụ unu?
18 Ọ bụ n’ihi na unu emesịwo
obi unu ike, e unu agaghị aña ntị
n’olu nke [a]ezi onye-ọzụzụ-atụrụ
ahụ; e, unu [b]akpasuwo ya iwe
megide unu.
19 Ma lee, kama [a]ịkpọkọta
unu, ma ọbụghị na unu chegha-
rịrị, lee, ọ ga-ekposasị unu agha-
ra aghara ka unu wee ghọọ anụ
nye nkịta nile na anụ ọhịa ọjọọ
nile.
20 O, lee otu unu ga-esi chefu-
wọrịị Chineke unu n’otu ụbọchị
ahụ nke ọ napụtara unu?
21 Mana lee, ọ bụ inweta uru,
inweta otuto nke mmadụ, e, na
ka unu nwe ike nweta ọla-edo
na ọla-ọcha. Ma unu atụkwasị-
wo obi unu nile na akụ na ụba
na ihe efu nile nke [a]ụwa nke a,
nke mere na unu na egbu mma-
dụ, ma na-apụnara ihe, ma zuo
ori, ma gbaa [b]ama ụgha megide
onye-agbata-obi unu, ma mee
ụdị ajọọ-omume nile dị iche
iche.
22 Ma n’ihi ihe nke a ahụhụ

13*a* Mat. 3:5–8.
17*a* Ezik. 18:23, 31–32.
18*a* Ezik. 34:12; Jọn 10:14–16; Alma 5:38–41, 57–60. NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
*b* Jekọb 1:8; Alma 12:36–37.
19*a* 3 Nif. 10:4–7.
21*a* NGAN Ịdabere n’Ihe nke Ụwa.
*b* Ọpụ. 20:16; Mat. 15:19–20.

ga-abịakwasị unu ma ọbụghị
na unu ga-echegharị. N'ihi na
ọbụrụ na unu agaghị echagharị,
lee, nnukwu obodo-ukwu nke a,
na kwa nnukwu obodo-ukwu
ndị ahụ gbara gburu-gburu, ndị
nke dị n'ala nke onwunwe anyị,
a ga-ewepụ ha nke mere na unu
agaghị enwe ọnọdụ n'ime ha;
n'ihi na lee, Onye-nwe agaghị
enye unu [a]ume, dịka o meworo
na mbụ, ịnagide mmegide ndị-
iro unu.
23 N'ihi na lee, otu a ka Onye-
nwe kwuru: Agaghị m egosị ndị
ajọọ-omume ume m, nye otu
onye karịa nke ọzọ, ma ọbụghị
nye ndị nke chegharịrị site na
mmehie ha nile, ma ñaa ntị n'o-
kwu m nile. Ugbua ya mere, ọ
ga-adị m mma ma asị na unu
ga-ahụ, ụmụnne m nwoke, na ọ
[a]ga-akara ndị nke Leman mma
karịa unu ma ọbụghị na unu
ga-echegharị.
24 N'ihi na lee, ha bụ ndị ezi-
omume karịa unu, n'ihi na ha
emehiebeghị megide nnukwu
amamihe ahụ nke unu natawo-
ro; ya mere Onye-nwe ga-eme-
re ha ebere; e, ọ [a]ga-agbatịpụ
ụbọchị ha nile ma mụbaa mkpụ-
rụ-afọ ha, ọbụna mgbe a [b]ga-ebi-
bi unu kpam kpam ma ọbụghị
na unu ga-echegharị.
25 E, ahụhụ dịrị unu n'ihi
nnukwu ihe arụ ahụ nke bịawo-
ro n'etiti unu; ma unu ejikọtawo
onwe unu nye ya, e, nye
[a]otu nzuzo ahụ nke Gadiantọn
hiwere!
26 E, [a]ahụhụ ga-abịakwasị unu
n'ihi mpako ahụ nke unu kwe-
woro ka ọ baa n'ime obi unu,
nke buliteworo unu elu karịa ihe
nke dị mma n'ihi [b]akụ na ụba
unu karịrị akarị!
27 E, ahụhụ dịrị unu n'ihi ajọọ-
omume unu na ihe arụ nile!
28 Na ma ọbụghị na unu che-
gharịrị unu ga-ala n'iyi; e, ọbụna
ala unu nile a ga-anapụta unu
ha, ma a ga-ebibipụ unu site
n'elu iru nke ụwa.
29 Lee ugbua, asịghị m na ihe
ndị a ga-adị, n'ike aka m, n'ihi
na ọbụghị n'onwe m ka m
[a]matara ihe ndị a; mana lee ama
m na ihe ndị a bụ ezi-okwu n'ihi
na Onye-nwe Chineke emewo
ka m mata ha, ya mere ana m
agba-ama na ha ga-eme.

## ISI 8

*Ndị ikpe ruru inyi wee chọọ ịkpa-
su ndị ahụ iwe megide Nifaị—
Abraham, Moses, Zinọs, Zinọk,
Izaịas, Aịsaịa, Jeremaịa, Lihaị, na
Nifaị ha nile gbara ama maka
Kraịst—Site na nkwalite nke mụọ
Nifaị wee kwupụta ogbugbu nke
onye-isi-ikpe. Ihe dịka n'afọ 23 ruo
21 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Nifaị kwuworo okwu ndị a,
lee, e nwere ndị nwoke ndị bụ
ndị-ikpe, ndị bụ kwa ndị otu
nzuzo nke Gadiantọn, ma iwe
were ha, ma ha tipụtara mkpu
megide ya, na-asị ndị ahụ: Gịnị
mere unu ejideghị nwoke a ma
kpọta ya, ka e wee ma ya ikpe

22*a* Mosa. 7:29.
23*a* Hil. 15:11–15.
24*a* Alma 9:16; OznỌd. 5:33.
*b* Alma 9:19.
25*a* Hil. 3:23.
26*a* Aisa. 5:8–25.
*b* Jekọb 2:13.
29*a* Alma 5:45–46.

dịka mmebi-iwu nke o meworo
siri dị?
2 Gịnị mere unu jiri na-ahụ
nwoke nke a, ma na-anụ ka ọ
na-ekwugide ndị a na imegide
iwu anyị?
3 N'ihi na lee, Nifaị agwawo
ha okwu gbasara iru-inyi nke
iwu ha; e, ọtụtụ ihe ka Nifaị
kwuru nke a na-enweghị ike
ide-ede; ma ọdịghị ihe o kwuru
nke megidere iwu-nsọ nile nke
Chineke.
4 Ma ndị-ikpe ahụ weere ya
iwe n'ihi na ọ [a]gwara ha okwu
kwere nghọta gbasara ọrụ-nzu-
zo ha nile nke ọchịchịrị; otu o
sila dị, ha anwaghị-anwa ibịtụ
aka nke onwe ha n'arụ ya, n'ihi
na ha tụrụ egwu ndị ahụ eleghị
anya ha etipụ mkpu megide ha.
5 Ya mere ha tikuru ndị ahụ,
na-asị: Gịnị mere unu jiri kwe
nwoke a ka o kwugide anyị?
N'ihi na lee ọ mara ndị a nile
ikpe, ọbụna ruo na mbibi; e, ma
kwa na nnukwu obodo-ukwu
anyị ndị a a ga-anapụ anyị ha,
nke bụ na ọdịghị kwa ebe anyị
ga-enwe n'ime ha.
6 Ma ugbua anyị matara na
nke a agaghị-ekwe omume, n'ihi
na lee, anyị siri ike, ma obodo-
ukwu anyị nile dị ukwuu, ya
mere ndị-iro anyị agaghị enwe
ike imeri anyị.
7 Ma o wee ruo na otu a ka ha
siri kpalite ndị ahụ iwe iwe me-
gide Nifaị, ma palite ndọrọ-ndọ-
rọ n'etiti ha; n'ihi na e nwere
ụfọdụ ndị tipụrụ mkpu: Hapụ
nwoke a ka ọ nọdụrụ onwe
ya, n'ihi na ọ bụ ezigbo nwoke,
ma ihe ndị ahụ ọ na-ekwu ga-
emezuriri ma ọbụghị na anyị
chegharịrị;
8 E, lee, ikpe nile ahụ ga-abịa-
kwasị anyị ndị nke ọ gbaworo
ama ha nye anyị; n'ihi anyị ma-
tara na ọ gbaara anyị ama ezi-
okwu gbasara ajọọ-omume anyị
nile. Ma lee ha dị ọtụtụ, ma ọ
[a]matara nke-ọma ihe nile nke
ga-adakwasị anyị dịka ọ mata-
ra maka ajọọ-omume anyị nile;
9 E, ma lee, ọ bụrụ na ọ bụghị
onye-amụma ọ garaghị agba-
ama gbasara ihe ndị ahụ.
10 Ma o wee ruo na ndị ahụ
chọrọ ibibi Nifaị ka a manyere
n'ihi ịtụ-egwu ha, nke mere na
ha ebitụghị aka ha n'arụ ya; ya
mere o malitekwara ọzọ ịgwa ha
okwu, ebe ọ hụrụ na ya e nweta-
wo nkwado n'anya ụfọdụ, nke
mere na ndị nke fọdụrụ n'ime
ha tụrụ egwu.
11 Ya mere a kwagidere ya
ikwuru ha ọzọ na-asị: Lee,
ụmụnne m nwoke, unu agụbe-
ghị na Chineke nyere otu onye
ike, ọbụna Moses, itikwasị n'elu
mmiri nile nke [a]Osimiri Uhie
ahụ, ma ha gbasasịrị n'ebe a
n'ebe nke ọzọ, nke mere na ndị
Israel, ndị bụụrụ ndị nna anyị
ha, gafere n'elu ala-akọrọ, ma
mmiri nile ahụ kpuchikwasịrị
ndị-agha nile nke ndị Ijipt ma
lochapụ ha?
12 Ma ugbua lee, ọbụrụ na
Chineke nyere nwoke a ike dị
otu a, mgbe ahụ gịnị mere
unu jiri na-arụ ụka n'etiti unu

**8** 4*a* 1 Nif. 16:2–3.
8*a* Hil. 7:29.
11*a* Ọpụ. 14:16;
1 Nif. 17:26;
Mosa. 7:19;
OznỌd. 8:2–3;
Moses 1:25.

n'onwe unu, ma sị na ọdịghị ike o nyeworo m nke m ga-eji mata gbasara ikpe-ikpe nile nke ga-abịakwasị unu ma ọbụghị na unu chegharịrị?

13 Mana, lee, ọbụghị nanị na unu na-agọnarị okwu m nile, kama unu na-agọnarị kwa okwu nile nke ndị nna anyị ha kwuworo, na kwa okwu nile nke e kwuworo site n'ọnụ nwoke a, Moses, onye nwere ike dị otu a e nyere ya, e, okwu ndị ahụ nke o kwuworo gbasara ọbịbịa nke Mesaịa ahụ.

14 E, ọ gbaghị ama na Ọkpara nke Chineke ga-abịa? Ma dịka o [a]bulitere agwọ-ọla-bras ahụ n'ime ọzara ahụ, ọbụna otu ahụ ka a ga-ebulite ya elu bụ onye ga-abịa.

15 Ma ka ha ra bụ ndị ga-elekwasị agwọ ahụ anya [a]ga-adị ndụ, ọbụna otu ahụ ka ha ra bụ ndị ga-elekwasị Ọkpara nke Chineke anya n'okwukwe, nwee mụọ nke nchegharị, [b]ga-adị ndụ, ọbụna ruo na ndụ nke ahụ dị mgbe ebighi-ebi.

16 Ma ugbua lee, Moses nanị agbaghị ama maka ihe ndị a, kama [a]ndị-amụma nile dị nsọ kwa, site n'ụbọchị ya nile ọbụna ruo n'ụbọchị nile nke Abraham.

17 E, ma lee, [a]Abraham hụrụ maka ọbịbịa ya, ma o jupụtara n'oke ọñụ ma ọ ñụrịrị ọñụ.

18 E, ma lee a sị m unu, na Abraham nanị amataghị maka ihe ndị a, kama [a]ha dị ọtụtụ tutu ụbọchị nile nke Abraham ndị a kpọrọ site [b]n'usoro nke Chineke; e, ọbụna n'ụdị usoro nke Ọkpara ya; ma nke a ka e wee gosị ya ndị ahụ, nnukwu ọtụtụ puku afọ tutu obibịa ya, ka ọbụna mgbapụta ga-abịakwasị ha.

19 Ma ugbua ọ ga-adị m mma ka unu mata, na ọbụna site n'ụbọchị nile nke Abraham e nwewo ọtụtụ ndị-amụma ndị gbaworo ama ihe ndị a; e, lee, onye-amụma [a]Zinọs gbara ama n'enweghị-egwu; n'ihi nke e jiri gbuo ya.

20 Ma lee, [a]Zinọk kwa, na Izaịas kwa, na [b]Aịsaịa kwa, na [c]Jeremaịa, (Jeremaịa ebe ọ bụ otu onye-amụma ahụ nke gbara ama maka mbibi nke [d]Jerusalem) ma ugbua anyị matara na Jerusalem e bibiri ya dịka okwu nile nke Jeremaịa siri dị. O mgbe ahụ gịnị mere Ọkpara nke Chineke agaghị abia, dịka ibu-amụma ya siri dị?

21 Ma ugbua, unu ga-aru ụka na ebibiri [a]Jerusalem? Unu ga-asị na [b]ụmụ nke Zedekaịa egbụghị ha, ha nile ewezuga [c]Miulek? E, ma unu ahụghị na

---

14*a* Ọnọgụ. 21:6–9; 2 Nif. 25:20; Alma 33:19–22. NGAN Jisus Kraịst—Ụdị nile ma-ọbụ akara nile nke Kraịst.
15*a* 1 Nif. 17:41; Alma 37:45–47; 3 Nif. 15:9.
*b* Jọn 11:25.
16*a* Jekọb 4:4–5; 7:11.
17*a* Jen. 22:8–14; Jọn 8:56.
18*a* Alma 13:19; OznỌd. 84:6–16; 136:37.
*b* NGAN Ọkwa Nchụaja nke Melkizedek.
19*a* Alma 34:7.
20*a* 1 Nif. 19:10; 3 Nif. 10:15–16. NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile furu-efu.
*b* Aisa. 53.
*c* 1 Nif. 5:13; 7:14.
*d* Jer. 26:18; 1 Nif. 1:4.
21*a* 2 Nif. 6:8; Omnai 1:15.
*b* 2 Ndez. 25:7; Jer. 39:6; 52:10.
*c* Ezik. 17:22–23; Hil. 6:10.

mkpụrụ-afọ nke Zedekaịa anyị
na ha nọ, ma a chụpụrụ ha site
n’ala nke Jerusalem? Mana lee,
nke a abụghị ihe nile—
22 Nna anyị Lihaị, a chụpụrụ
ya site na Jerusalem n’ihi na ọ
gbara-ama maka ihe ndị a. Nifaị
kwa gbara-ama maka ihe ndị a,
na kwa ọ fọdụrụ ntakịrị ka o
bụrụ ndị nna anyị nile, ọbụna
gbadata ruo oge nke a, e, ha
agbawo-ama maka [a]ọbịbịa nke
Kraịst, ma ha elepụwo anya, ma
ha añụrịwo ọñụ n’ụbọchị ya nke
ga-abịa.
23 Ma lee, ọ bụ Chineke, ma
ọ nọnyere ha, ma o gosipụtara
ha onwe ya, nke mere na a gba-
pụtara ha site na ya; ma ha nye-
re ya otuto, n’ihi ihe ahụ nke
ga-abịa.
24 Ma ugbua, ebe m hụrụ na
unu matara ihe ndị a ma unu
agaghị agọnarị ha ma ọbụghị
na unu ga-ekwu okwu ụgha, ya
mere na nke a unu emewo mme-
hie, n’ihi na unu ajụwo ihe ndị a
nile, na-agbanyeghị ọtụtụ ihe
ndị were-anya nke unu natawo-
ro; e, ọbụna unu anatawo [a]ihe
nile, ma ihe ndị dị n’elu-igwe,
ma ihe nile nke dị n’ụwa, dịka
ihe aka-ebe na ha bụ ezi-okwu.
25 Mana lee, unu ajụwo ezi-
okwu ahụ, ma [a]nupu-isi megide
Chineke unu dị nsọ; ma ọbụna
n’oge nke a, kama ịkpadoro
onwe unu [b]akụ n’elu-igwe, ebe
ana-enweghị ihe na-ere ure, na
ebe ana-enweghị ihe ga-abịa nke
na-adịghị ọcha, unu na-atụkọta-
litere onwe unu iwe ọkụ maka
ụbọchị nke [c]ikpe.
26 E, ọbụna n’oge nke a unu
na-acha, n’ihi igbu-mmadụ unu
nile na [a]ịkwa-iko unu na ajọọ-
omume, maka mbibi mgbe nile
na-adigide; e, ma ọbụghị na unu
chegharịrị ọ ga-abịakwute unu
ọsọ-ọsọ.
27 E, lee ọ nọ ugbua ọbụna
n’ọnụ-ụzọ unu nile; e, baruo nụ
n’oche-ikpe, ma chọọ; ma lee,
onye-ikpe unu e gbuwo ya, ma
o [a]dịna n’ime ọbara ya; ma e
gbuwo ya site n’aka [b]nwanne
ya nwoke, onye na-achọ ịnọdụ
n’oche-ikpe ahụ.
28 Ma lee, ha abụọ bụ ndị otu
ihe nzuzo unu, nke onye [a]mali-
tere ya bụ Gadiantọn na ajọọ-
onye ahụ onye na-achọ ibibi
mkpụrụ-obi nile nke ndị
mmadụ.

## ISI 9

*Ndị-ozi wee chọta onye-isi-ikpe ahụ ka o nwụrụ-anwụ n’oche-ikpe ahụ—A tụrụ ha mkpọrọ ma emesịa hapụ ha—Site na nkwalite nke mụọ Nifaị matara Siantọm dịka onye gburu ya—Ụfọdụ ndị nabatara Nifaị dịka onye-amụma. Ihe dịka n’afọ 23 ruo 21 tutu amụọ Kraịst.*

LEE, ugbua o wee ruo na mgbe
Nifaị kwuworo okwu ndị a, ụfọ-
dụ ndị nwoke ndị nọọrọ n’etiti
ha gbagara ọsọ n’oche-ikpe ahụ;

22*a* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
24*a* Alma 30:44; Moses 6:63.
25*a* Mosa. 2:36–38; 3:12.
*b* Hil. 5:8; 3 Nif. 13:19–21.
*c* OznỌd. 10:20–23; 121:23–25.
26*a* NGAN Ịkwa-iko dị n’etiti ndị Na-alụghị Alụlụ.
27*a* Hil. 9:3, 15.
*b* Hil. 9:6, 26–38.
28*a* Hil. 6:26–30.

e, ọbụna ha dị ise ndị gara, ma
ha kwuru n'etiti onwe ha, dịka
ha na-aga:
2 Lee, ugbua anyị ga-amata
n'ezi-okwu ma nwoke a ọ bụ
onye-amụma ma Chineke onye-
wo ya iwu iburu anyị amụma
ụdị ihe ịtụ-n'anya ndị a. Lee,
anyị ekweghị na o mewo nke a;
e, anyị ekweghị na ọ bụ onye-
amụma, otu o sila dị, ọbụrụ na
ihe nke a o kwuworo gbasara
onye-isi-ikpe bụ ezi-okwu, na ọ
nwụwo, mgbe ahụ ka anyị ga-
ekwere na okwu ndị ọzọ ahụ o
kwuworo bụ ezi-okwu.
3 Ma o wee ruo na ha gbara ọsọ
n'ike ha, ma bata ruo n'oche-
ikpe ahụ; ma lee, onye-isi-ikpe
ahụ adaworịị n'ala, ma [a]dịnara
n'ime ọbara ya.
4 Ma ugbua lee, mgbe ha hụrụ
nke a ọ tụrụ ha n'anya karịa,
nke mere na ha dara n'ala, n'ihi
na ha ekweghịrịị okwu nile nke
Nifaị kwuworo gbasara onye-
isi-ikpe ahụ.
5 Mana ugbua, mgbe ha hụrụ
ha kwere, ma egwu bịakwasịrị
ha na eleghị-anya ikpe nile nke
Nifaị kwuworo maka ha ga-
abịakwasị ndị ahụ; ya mere ha
mara jijiji, ma ha adawo n'ala.
6 Ugbua, ngwa-ngwa mgbe e
gbuworo onye-ikpe ahụ—ebe
nwanne ya nwoke maworo ya
mma site n'atụmatụ nke nzuzo,
ma ọ gbafuru, ma ụmụ-oru ahụ
gbara ọsọ ma gwa ndị ahụ, na-
eti mkpu ogbugbu-mmadụ n'e-
titi ha.
7 Ma lee ndị ahụ kpọkọtara
onwe ha ọnụ ruo n'ebe nke
oche-ikpe ahụ—ma lee, n'ịtu-
n'anya ha, ha hụrụ ndị nwoke
ise ahụ ndị daworo n'ala.
8 Ma ugbua lee, ndị ahụ
adịghị ihe ha matara gbasara
igwe mmadụ ahụ ndị gbakọ-
tara onụ [a]n'ubi-nta nke Nifaị;
ya mere ha kwuru n'etiti onwe
ha: Ndị nwoke a bụ ndị
ahụ gburu onye-ikpe ahụ, ma
Chineke etiwo ha otiti-ihe nke
mere na ha enweghị ike ịgbapụ
site n'ebe anyị nọ.
9 Ma o wee ruo na ha jidere
ha, ma kee ha agbụ ma tụba ha
n'ime ụlọ-mkpọrọ. Ma e nwere
ịma-ọkwa e zipụrụ mba nile na
e gburu onye-ikpe ahụ, ma na
ndị gburu ya a kpọrọwo ha ma
a tụbara ha n'ụlọ-mkpọrọ.
10 Ma o wee ruo na n'echi ya,
ndị ahụ kpọkọtara onwe ha ọnụ
iru uju na [a]ibu-ọnụ, n'olili nke
nnukwu onye-isi-ikpe ahụ onye
e gbuworo.
11 Ma otu a kwa ndị-ikpe ahụ
nọ n'ubi-nta nke Nifaị, ma nụ
okwu ya nile, ha gbakọtakwara
n'olili ahụ.
12 Ma o wee ruo na ha jụrụ
n'etiti ndị ahụ, na-asị: Olee ebe
ise ndị ahụ nọ, ndị e zigara ịjụ-
pụta gbasara onye-isi-ikpe ahụ
ma ọ nwụrụ-anwụ? Ma ha zara
sị: Gbasara ise ndị a ndị unu sị
na unu ezipụtawo, anyị ama-
ghị; kama e nwere ise ndị bụ ndị
ogbu-mmadụ, ndị anyị tụbawo-
ro n'ụlọ-mkpọrọ.
13 Ma o wee ruo na ndị-ikpe
ahụ chọrọ ka a kpọta ha; ma a
kpọtara ha, ma lee ha bụ ise ndị
ahụ e zipụrụ; ma lee ndị-ikpe

**9** 3*a* Hil. 8:27.
8*a* Hil. 7:10.
10*a* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.

ahụ jụrụ ha ịmata gbasara ihe
ahụ, ma ha gwara ha ihe nile
nke ha meworo, na-asị:
14 Anyị gbara ọsọ ma bịa ruo
n'ebe nke oche-ikpe ahụ, ma
mgbe anyị hụrụ ihe nile ọbụna
dịka Nifaị gbaworo n'ama, ọ
tụrụ anyị n'anya nke mere na
anyị dara n'ala; ma mgbe anyị
nwetara onwe anyị site n'ịtụ-
n'anya anyị, lee ha tụbara anyị
n'ime ụlọ-mkpọrọ.
15 Ugbua, maka ogbugbu nke
nwoke a, anyị amaghị onye
meworo ya; ma nanị nke ha otu
a ka anyị matara, anyị gbara ọsọ
ma bịa dịka unu siri chọọ, ma
lee ọ nwụrụ anwụ, dịka okwu
nile nke Nifaị siri dị.
16 Ma ugbua o wee ruo na ndị-
ikpe ahụ kọwadaruru ihe ahụ
ala nye ndị ahụ, ma tipụta mkpu
megide Nifaị, na-asị: Lee, anyị
matara na Nifaị a ga-ekwekọta-
wọrịị ya na otu onye igbu onye-
ikpe ahụ, ma mgbe ahụ o nwe-
re ike ikwupụtara anyị ya, ka
o nwe ike gbanwee anyị nye
okwukwe ya, ka o nwe ike bulie
onwe ya ịbụ nnukwu mmadụ,
onye Chineke họrọ, na onye-
amụma.
17 Ma ugbua lee, anyị ga-achọ-
pụta nwoke a, ma ọ ga-ekwupụ-
ta mmehie ya ma mee ka anyị
mata onye gburu onye-ikpe ahụ
n'ezie.
18 Ma o wee ruo na ise ahụ a
hapụrụ ha n'ụbọchị olili ahụ.
Otu o sila dị, ha baara ndị-ikpe
ahụ mba n'okwu nile nke
ha kwuworo megide Nifaị, ma
dọso ha ndọrọ ndọrọ n'otu
n'otu, nke mere na ha mechịrị
ha ọnụ.
19 Otu o sila dị, ha mere ka a
kpọrọ Nifaị ma kee ya agbụ ma
kpọta ya n'iru igwe mmadụ
ahụ, ma ha malitere ịjụ ya ajụjụ
n'ụzọ dị iche iche ka ha wee
kpasuo ya iwe, ka ha nwe ike
bo ya ebubo ga-edụba n'ọnwụ—
20 Na-asị ya: Ị bụ onye nwere
nkwekọrịta nzuzo; onye bụ
nwoke a nke meworo igbu-
mmadụ a? Ugbua gwa anyị, ma
nakwere iri-mpe gị; na kwa anyị
ga-ahapụrụ gị ndụ gị ma ọbụrụ
na ị ga-agwa anyị, ma nakwere
n'ezi-okwu nkwekọrịta ahụ nke
gị na ya meworo.
21 Mana Nifaị sịrị ya: O unu
[a]ndị nzuzu, unu ndị ana-ebịghị
ugwu nke obi, unu ndị isi,
na unu [b]ndị na-akpọ-ekwe-nkụ,
unu matara ruo ole mgbe Onye-
nwe Chineke unu ga-enye unu
ohere ka unu gaa n'iru n'ụzọ
mmehie unu nke a?
22 O unu kwesịrị ịmalite iti
oke mkpu na [a]iru uju, n'ihi
nnukwu mbibi nke n'oge ugbua
na-eche unu, ma ọbụghị na unu
ga-echeghariị.
23 Lee unu sị na mụ ekwekọrị-
tawo mụ na otu nwoke ka o
gbuo Sizorọm, onye-isi-ikpe anyị.
Mana lee, asị m unu, na nke a bụ
n'ihi na agbaworo m unu ama
ka unu nwe ike mata maka ihe
nke a; e, ọbụna ka ọ bụrụ ihe
aka-ebe nye unu, na amatara m
maka ajọọ-omume na ihe arụ
nile nke dị n'etiti unu.
24 Ma n'ihi na emewo m nke
a, unu sị na m kwekọrịtara mụ

21*a* Ọlndoz. 7:51. *b* NGAN Nnupụ-isi. 22*a* Mosa. 7:24.

na otu nwoke ka o mee ihe nke
a; e, n'ihi na e gosịrị m unu ihe
ịrịba-ama nke a unu na-ewere
m iwe, ma chọọ ibibi ndụ m.
25 Ma ugbua lee, aga m egosị
unu ihe iriba-ama ọzọ, ma lee
ma unu ga-achọ igbu m n'ihe
nke a.
26 Lee asị m unu: Gaa n'ụlọ
Siantọm, onye bụ [a]nwanne nwo-
ke nke Sizorọm, ma sị ya—
27 Nifaị, onye mere dịka onye-
amụma, onye na-ebu nnukwu
amụma ihe ọjọọ gbasara ndị a,
gị na ya unu kwekọrịtara, n'ime
nke unu gbuworo Sizorọm,
onye bụ nwanne gị nwoke?
28 Ma lee, ọ ga-asị unu, e-e.
29 Ma unu ga-asị ya: I gbuwo
nwanne gị nwoke?
30 Ma ọ ga eguzoro n'egwu,
ma ọ gaghị amata ihe ọ ga-
ekwu. Ma lee, ọ ga-agọrọ unu
agọ; ma ọ ga-eme dịka ọ tụrụ ya
n'anya; otu o sila dị, ọ ga-ekwu-
pụtara unu na aka ya dị ọcha.
31 Mana lee, unu ga-eleru ya
anya, ma unu ga-achọta ọbara
n'ala uwe nke uwe-ime-arụ ya.
32 Ma mgbe unu hụworo nke
a, unu ga-asị: Olee ebe ọbara
nke a siri bịa? Anyị amaghị na ọ
bụ ọbara nke nwanne gị nwoke?
33 Ma mgbe ahụ ka ọ ga-ama
jijiji, ma iru ya agaghị achapụ-
achapụ, ọbụna dịka ọnwụ abịa-
kwasịwo ya.
34 Ma mgbe ahụ ka unu ga-asị:
N'ihi ịtụ-egwu nke a na achapụ-
ghị achapụ nke bịakwasịworo gị
n'iru, lee, anyị matara na ikpe
mara gị.
35 Ma mgbe ahụ ka egwu nke
karịrị ga-abịakwasị ya; ma mgbe
ahụ ka ọ ga-ekwupụtara unu
mmehie ya, ma kwusị ịgọ-agọ
ọzọ na ya emewo ogbugbu
nke a.
36 Ma mgbe ahụ ka ọ ga-asị
unu, na mụ, Nifaị, amaghị ihe
ọbụla gbasara ihe ahụ ma ọbụ-
ghị na enyere m ya site n'ike
nke Chineke. Ma mgbe ahụ ka
unu ga-amata na mụ bụ nwoke
aka ya kwụ-ọtọ, ma na e zitara
m nye unu site n'ebe Chineke
nọ.
37 Ma o wee ruo na ha gara ma
mee, ọbụna dịka otu Nifaị gwa-
woro ha. Ma lee, okwu nile ahụ
o kwuru bụ ezi-okwu; n'ihi na
dịka okwu ndị ahụ siri dị, ọ gọrọ
agọ; ma kwa dịka okwu ndị ahụ
siri dị o kwupụtara mmehie ya.
38 Ma a kpọtara ya igosi na ya
n'onwe ya bụ onye ogbu-mma-
dụ ahụ, nke mere na ise ndị ahụ
e mere ka ha atọhapụ ha, ma
kwa otu a ka e mere Nifaị.
39 Ma e nwere ụfọdụ ndị Nifaị
ahụ ndị kwere n'okwu nile nke
Nifaị; ma e nwere ụfọdụ kwa,
ndị kwere n'ihi ịgba-ama nke
ise ahụ, n'ihi na agbanwewo ha
rịị n'okwukwe mgbe ha nọ n'ụ-
lọ-mkpọrọ.
40 Ma ugbua e nwere ụfọdụ
n'etiti ndị ahụ, ndị kwuru na
Nifaị bụ onye-amụma.
41 Ma e nwere ndị ọzọ ndị sịrị:
Lee, ọ bụ chi, n'ihi na, ma ọbụ-
ghị na ọ bụ chi, ọ gaghị enwe
ike ịmata ihe nile. N'ihi na lee,
ọ gwawo anyị echiche nile nke
obi anyị, na kwa ọ gwawo anyị
ọtụtụ ihe; ma ọbụna o wetawo

26*a* Hil. 8:27.

na mmata nke anyị, onye nke
gburu onye-isi-ikpe anyị n'ezi-
okwu.

---

## ISI 10

---

*Onye-nwe wee nye Nifaị ike nrachị ahụ—E nyere ya ike ijikọta na itọpụ n'elu ụwa na n'elu-igwe—O nyere ndị ahụ iwu icheghariị maọbụ laa n'iyi—Mụọ ahụ wee buru ya site n'igwe-mmadụ ruo n'igwe-mmadụ. Ihe dịka n'afọ 21 ruo 20 tutu amụọ Kraịst.*

MA o wee ruo na nkewa malite-
re n'etiti ndị ahụ, nke mere na
ha kewara n'ebe a na n'ebe nke
ọzọ ma gaa n'ụzọ ha nile, hapụ
nanị Nifaị, dịka ọ na-eguzo n'e-
titi ha.
2 Ma o wee ruo na Nifaị gara
n'ụzọ ya chee iru n'ụlọ nke ya,
[a]na-eche maka ihe ndị nke
Onye-nwe gosịworo ya.
3 Ma o wee ruo dịka ọ nọ na-
eche—ebe o nwere nnukwu
mwute n'ihi ajọọ-omume nke
ndị nke Nifaị, ọrụ nzuzo ha nile
nke ọchịchịrị, na igbu-mmadụ
ha nile, na ịpụnara ihe ha nile,
na ụdị ajọọ-omume nile dị iche
iche—ma o wee ruo dịka ọ na-
eche otu a n'ime obi ya, lee, olu
bịakwutere ya na-asị:
4 Ngọzi na-adịrị gị, Nifaị, n'ihi
ihe ndị ahụ nke ị meworo; n'ihi
na ahụwo m otu i siworo [a]n'e-
nweghị ike-ọgwụgwụ kwupụ-
tara ndị a okwu ahụ nke m
nyeworo gị. Ma ị tụbeghị ha
egwu, ma ị chọbeghị [b]ndụ nke
onwe gị, ma ịchọwo [c]ọchịchọ m,
na idebe iwu-nsọ m nile.
5 Ma ugbua, n'ihi na imewo
nke a jiri enweghị ike-ọgwụgwụ
dị otu a, lee, aga m agọzi gị ruo
mgbe nile; ma aga m eme gị dike
n'okwu ma n'omume, n'okwu-
kwe ma n'ọrụ nile; e, ọbụna na
[a]ihe nile a ga-emere gị ya dịka
[b]okwu gị siri dị; n'ihi na ị [c]gaghị
arịọ ihe ga-emegide ọchịchọ m.
6 Lee, ị bụ Nifaị, ma abụ m
Chineke. Lee, ana m ekwupụta-
ra gị ya n'iru ndị mụọ-ozi m, na ị
ga-enwe ike n'ebe ndị a nọ, ma ị
ga-eji [a]ụnwụ bụọ ala ahụ ọnụ,
ma jiri ajọọ-ọrịa, na mbịbi, dịka
ajọọ-omume nke ndị a siri dị.
7 Lee, ana m enye gị ike, na ihe
ọbụla nke ị ga-arachị n'ụwa a
[a]ga-arachị ya n'elu-igwe; ma ihe
ọbụla nke ị ga-atọpụ n'ụwa a ga-
atọpụ ya n'elu-igwe; ma otu a ka
ị ga-esi nwee ike n'etiti ndị a.
8 Ma otu a, ọbụrụ na ị ga-agwa
temple nke a, ọ ga-agbawa abụọ,
ọ ga-eme.
9 Ma ọbụrụ na ị ga-agwa
[a]ugwu ukwu a, Budata onwe gị
ala ma dị larịị, ọ ga-eme.
10 Ma lee, ọbụrụ na i ga-asị na
Chineke ga-eti ndị a otiti-ihe, ọ
ga-emezu.
11 Ma ugbua lee, enye m gị
iwu-nsọ, na ị ga eje ma kwupụ-
tara ndị a, na otu a ka Onye-

---

**10** 2*a* NGAN Ntụgharị Uche.
4*a* NGAN Irusi-ọrụ Ike.
*b* NGAN Chụọ-aja, Ịchụ-aja.
*c* 3 Nif. 11:11.
5*a* 3 Nif. 18:20; OznỌd. 88:63–65.
*b* Inọs 1:12.
*c* 2 Nif. 4:35; OznỌd. 46:30.
6*a* Hil. 11:4–18.
7*a* Mat. 16:19. NGAN Arachi, Rachie.
9*a* Mat. 17:20; Jekọb 4:6; Mọm 8:24; Ita 12:30.

nwe Chineke kwuru, bụ Onye
Pụrụ Ime Ihe nile: Ma ọbụghị na
unu chegharịrị a ga-eti unu otiti-
ihe, ọbụna ruo na [a]mbibi.
12 Ma lee, ugbua o wee ruo
na mgbe Onye-nwe gwaworo
Nifaị okwu ndị a, ọ kwụsịrị ma
ọ garughị n'ụlọ nke ya, kama ọ
laghachịkwutere igwe-mmadụ
ahụ ndị gbasasịrị n'ebe nile
n'elu iru nke ala ahụ, ma malite
ikwupụtara ha okwu nke Onye-
nwe nke o gwaworo ya, gbasara
mbibi ha ma ọbụrụ na ha
echegharịghị.
13 Ugbua lee, na-agbanyeghị
nnukwu ọrụ-ebube ahụ nke
Nifaị meworo n'ịgwa ha gbasa-
ra ọnwụ nke onye-isi-ikpe ahụ,
ha ga-emesi obi ha ike ma ha
añaghị-ntị n'okwu nile nke
Onye-nwe.
14 Ya mere Nifaị kwupụtaara
ha okwu nke Onye-nwe, na-asị:
Ma ọbụghị na unu chegharịrị,
otu a ka Onye-nwe kwuru, a ga-
eti unu otiti-ihe ọbụna ruo na
mbibi.
15 Ma o wee ruo na mgbe Nifaị
kwupụtawooro ha okwu ahụ,
lee, ha ka mesiri obi ha ike ma
ha achọghị ịña-ntị n'okwu ya
nile; ya mere ha kwuru okwu
ọjọọ megide ya, ma chọọ ijide
ya ka ha wee kpọrọ ya ịtụba ya
n'ụlọ-mkpọrọ.
16 Mana lee, ike nke Chineke
nọnyeere ya, ma ha enweghị
ike ịkpọrọ ya ịtụba ya n'ụlọ-
mkpọrọ, n'ihi na Mụọ ahụ a
kpọrọwo ya ma bupụ ya site
n'etiti ha.
17 Ma o wee ruo na otu a ka
ọ gagharịrị n'ime Mụọ, site
n'igwe-mmadụ ruo n'igwe-
mmadụ, na-ekwupụta okwu
nke Chineke, ọbụna ruo mgbe
o kwupụtaworo ya nye ha nile,
ma-ọbụ zipụga ya n'etiti ndị
ahụ nile.
18 Ma o wee ruo na ha achọghị
ịña-ntị n'okwu ya nile; ma a
malitere inwe ndọrọ-ndọrọ, nke
mere na ha kewasịrị megide
onwe ha ma malite igburịta
onwe ha site na mma-agha.
19 Ma otu a ka afọ nke iri
asaa na otu nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị
siri gwụchaa.

## ISI 11

*Nifaị wee mee ka Onye-nwe kwe-nye iji ụnwụ dochie agha ha—-Ọtụtụ ndị wee nwụọ—Ha chegharịrị, ma Nifaị wee rịọsie Onye-nwe arịrịọ ike maka mmiri-ozuzo—Nifaị na Lihaị wee nata ọtụtụ mkpughe—Ndị ori Gadiantọn wee webatazie onwe ha n'ala ahụ. Ihe dịka n'afọ 20 ruo 6 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo n'afọ nke
iri asaa na abụọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na ndọrọ-ndọrọ nile
ahụ buwanyere ibu, nke mere
na e nwere agha gazuo ala ahụ
nile n'etiti ndị nke Nifaị.
2 Ma-ọbụ ndị otu ori [a]nzuzo a
bụ ndị gara n'iru n'ọrụ nke mbi-
bi a na ajọọ-omume. Ma agha
nke a dịgidere afọ ahụ nile;
ma n'afọ nke iri asaa na atọ ọ
dịgidekwara.

11*a* Hil. 5:2.

**11** 2*a* Hil. 6:18–24; 11:25–26.

3 Ma o wee ruo na n'afọ nke a
Nifaị bekuru Onye-nwe, na-asị:
4 O Onye-nwe, ekwela ka e
bibie ndị a site na mma agha,
mana O Onye-nwe kama ka
enwe [a]ụnwụ n'ala ahụ, ịkpọte
ha na ncheta nke Onye-nwe
Chineke ha, ma eleghị anya
ha ga-echeghari ma tụgharị-
kwute gị.
5 Ma otu ahụ ka e mere ya,
dịka okwu nile nke Nifaị siri dị.
Ma e nwere nnukwu ụnwụ n'ala
ahụ, n'etiti ndị nke Nifaị nile.
Ma otu a n'afọ nke iri asaa na
anọ ụnwụ ahụ gara n'iru, ma
ọrụ nke mbibi kwụsịrị site na
mma agha kama wee karịa site
n'ụnwụ.
6 Ma ọrụ nke mbibi a gakwara
n'iru n'afọ nke iri asaa na ise.
N'ihi na e tiri ụwa otiti ihe nke
mere na ọ kpọrọ nkụ, ma ọ mị-
pụtaghị akụkụ-ubi n'oge akụ-
kụ-ubi; ma a bụrụ ụwa nile ọnụ,
ọbụna n'etiti ndị Leman dịka ọ
dị n'etiti ndị Nifaị, nke mere na
e tiri ha ihe otiti nke mere na ha
lara n'iyi n'ọtụtụ puku n'akụkụ
nke ndị kara bụrụ ndị ajọọ-omu-
me nke ala ahụ.
7 Ma o wee ruo na ndị ahụ
hụrụ na o fọdụrụ ntakịrị ka ha
laa n'iyi site n'ụnwụ, ma ha ma-
litere [a]icheta Onye-nwe Chineke
ha; ma ha malitere icheta okwu
nile nke Nifaị.
8 Ma ndị ahụ malitere ịrịọ
ndị-isi-ikpe ha na ndị ndu ha
arịrịọ, ka ha wee gwa Nifaị:
Lee, anyị matara na ị bụ onye
nke Chineke, ma ya mere tikuo
Onye-nwe Chineke anyị ka o
wepụrụ anyị ụnwụ a, eleghị
anya [a]okwu nile nke ị kwuworo
gbasara mbibi anyị ewee mezuo.
9 Ma o wee ruo na ndị-ikpe
gwara Nifaị, dịka okwu nile
nke a chọworo. Ma o wee ruo
na mgbe Nifaị hụrụ na ndị ahụ
echeghariịwo ma wedata onwe
ha ala n'akwa mkpe, o tikuru
Onye-nwe ọzọ, na-asị:
10 O Onye-nwe, lee ndị a eche-
ghariịwo; ma ha azachapụwo
otu nke Gadiantọn site n'etiti ha
nke mere na ha anọghị kwa ọzọ,
ma ha ezowo atụmatụ nzuzo
ha nile n'ime ala.
11 Ugbua, O Onye-nwe, n'ihi
umeala ha nke a biko ị ga-ewe-
zuga iwe gị, ma ka iwe gị dajụrụ
na mbibi nke ndị ajọọ-omume
ahụ ibibiworọrịị.
12 O Onye-nwe, i ga ewepụ
iwe gị, e, iwe gị dị egwu, ma
mee ka ụnwụ nke a kwụsị n'ala
nke a.
13 O Onye-nwe, i ga-aña m
ntị, ma mee ka e mee ya dịka
okwu m nile siri dị, ma zidata
[a]mmiri-ozuzo n'iru elu nke ala
ahụ, ka o wee mịpụta mkpụrụ-
osisi ya, na akụkụ-ubi ya n'oge
akụkụ-ubi.
14 O Onye-nwe, ị ñara ntị
[a]n'okwu m nile mgbe m sịrị,
Ka e nwe ụnwụ, ka ajọọ-ọrịa
nke mma agha wee kwụsị; ma
a matara m na ị ga, ọbụna
n'oge nke a, aña-ntị n'okwu
m nile, n'ihi na i kwuru na:
Ọbụrụ na ndị a chegharịa aga
m edebe ha.
15 E, O Onye-nwe, ma i na-ahụ
na ha echeghariịwo, n'ihi ụnwụ

4*a* 1 Ndez. 17:1; Hil. 10:6.
7*a* Hil. 12:3.
8*a* Hil. 10:11–14.
13*a* 1 Ndez. 18:1, 41–46.
14*a* Hil. 11:4.

ahụ na ajọọ-ọrịa ahụ na mbibi
ahụ nke bịakwasịworo ha.
16 Ma ugbua, O Onye-nwe, i
ga e wezuga iwe gị, ma nwaa ha
ọzọ ma ha ga-efe gị? Ma ọbụrụ
otu a, O Onye-nwe, i nwere ike
ịgọzi ha dịka okwu gị nile nke i
kwuworo siri dị.
17 Ma o wee ruo na n'afọ nke
iri asaa na isii Onye-nwe wezu-
gara iwe ya site n'ebe ndị ahụ
nọ, ma mee ka [a]mmiri zokwasị
ala ahụ, nke mere na ọ mịpụta-
ra mkpụrụ-osisi ya n'oge mkpụ-
rụ-osisi. Ma o wee ruo na ọ
mịpụtara akụkụ-ubi ya n'oge
akụkụ-ubi ya.
18 Ma lee, ndị ahụ ñụrịrị
ọñụ ma too Chineke, ma elu
iru nile nke ala ahụ nile jupụ-
tara n'ịñụrị ọñụ; ma ha achọ-
ghị-kwa ọzọ ibibi Nifaị, kama
ha buliri ya elu dịka [a]nnukwu
onye-amụma, na onye nke
Chineke, ebe o nwere nnukwu
ike na ikike e nyere ya site na
Chineke.
19 Ma lee, Lihaị, nwanne ya
nwoke, anọghị ọbụladị otu
[a]mpekele n'azụ ya n'ihe gbasa-
ra ezi-omume.
20 Ma otu a o ruru na ndị nke
Nifaị ahụ malitere ime nke ọma
ọzọ n'ala ahụ, ma malite iwuli-
te ebe nile a kwadara akwada,
ma malite ịmụba na ịgbasa, ọbụ-
na ruo mgbe ha kpuchiri elu iru
nile nke ala ahụ, ma n'akụkụ
elu-elu na n'akụkụ ndịda-ndị-
da, site n'oke osimiri ọdịda
anyanwụ ruo n'oke osimiri
ọwụwa-anyanwụ.
21 Ma o wee ruo na afọ nke iri
asaa na isii gwụchara n'udo.
Ma afọ nke iri asaa na asaa ma-
litere n'udo; ma [a]nzukọ-nsọ ahụ
gbasara gazuo n'akụkụ iru nke
ala ahụ nile; ma ndị nke karịrị
na ndị ahụ, ma ndị Nifaị ma
ndị Leman, bụụrụ ndị nzukọ-
nsọ ahụ, ma ha nwere nnukwu
udo karịa n'ala ahụ; ma otu a
ka afọ nke iri asaa na asaa siri
gwụchaa.
22 Na kwa ha nwere udo n'afọ
nke iri asaa na asatọ, ma obụghị
ndọrọ-ndọrọ ole na ole gbasara
ihe nke ozizi nke ndị-amụma
dedaworo.
23 Ma n'afọ nke iri asaa na ite-
ghete a malitere inwe nnukwu
esem-okwu. Mana o wee ruo na
Nifaị na Lihaị, na ọtụtụ n'ime
ụmụnne ha ndị nwoke ndị ma-
tara ihe gbasara ezi-okwu ihe
nile nke ozizi, ebe ha nweworo
ọtụtụ [a]mkpughe kwa ụbọchị,
ya mere ha kwusaara ndị ahụ
ozi-ọma, nke mere na ha
kwụsịrị esem-okwu ha n'ime
otu afọ ahụ.
24 Ma o wee ruo na n'afọ nke
iri asatọ nke ọchịchị nke ndị-
ikpe na-achị ndị nke Nifaị ahụ,
e nwere ọnụ-ọgụgụ ụfọdụ nke
ndị nghọtahịe ahụ sitere na ndị
nke Nifaị, ndị n'ụfọdụ afọ gara
aga gafekwugaworo ndị Leman,
ma kpọkwasịwo onwe ha aha
nke ndị Leman, na kwa ọnụ-
ọgụgụ ụfọdụ ndị bụ ezigbo ndị
agbụrụ nke ndị Leman, ebe ha
kpasuworo ha iwe, ma-ọbụ site
na ndị nghọtahịe ahụ, ya mere

17*a* Deut. 11:13–17.
18*a* Hil. 10:5–11.
19*a* Hil. 5:36–44.
21*a* NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
23*a* Alma 26:22; OznỌd. 107:19.

ha malitere agha ha na ụmụnne
ha nwoke.
25 Ma ha gburu mmadụ ma
pụnara mmadụ ihe; ma mgbe
ahụ ha ga-alaghachị azụ baa
n'ime ugwu-ukwu nile, na
n'ime ọzara na ebe nzuzo nile,
na-ezo onwe ha ka a ghara
ịchọpụta ha, na-anabata kwa
ụbọchị mgbakwụnye n'ọnụ-
ọgụgụ ha, ebe ọ bụ na e nwere
ndị nghọtahịe nke gakwuru ha.
26 Ma otu a n'oge ntakịrị, e,
ọbụna n'ohere nke na-adịghị
ọtụtụ afọ, ha ghọrọ ndị nnu-
kwu otu ndị ori karịrị akarị; ma
ha chọpụtara atụmatụ nzụzọ
nile nke Gadiantọn; ma otu a
ha ghọrọ ndị ori nke Gadiantọn.
27 Ugbua lee, ndị ori ahụ
mebiri nnukwu ihe, e, ọbụna
nnukwu mbibi n'etiti ndị nke
ndị Nifaị, na kwa n'etiti ndị
nke ndị Leman.
28 Ma o wee ruo na ọ dịịrị
mkpa na a ga-enwe nkwụsị e
tinyere n'ọrụ nke mbibi a; ya
mere ha zigara ndị-agha nke
ndị nwoke siri ike n'ime ọzara
ahụ na n'elu ugwu-ukwu nile
ịchọpụta otu nke ndị ori a, na
ibibi ha.
29 Mana lee, o wee ruo na
n'otu afọ ahụ a chụghachiri ha
azụ ọbụna n'ime ala nile nke
ha. Ma otu a ka afọ nke iri asatọ
nke ọchịchị nke ndị-ikpe na-achị
ndị nke Nifaị siri gwụchaa.
30 Ma o wee ruo na mmalite
nke afọ nke iri asatọ na otu ha
gara ọzọ megide otu ndị ori a,
ma ha bibiri ọtụtụ; ma e leta-
kwara ha jiri nnukwu mbibi.
31 Ma a kwagidekwara ha ọzọ
ịlaghachi site n'ọzara ahụ na site
n'ugwu-ukwu nile ahụ gaa n'ala
nile nke ha, n'ihi nnukwu nke
ọnụ-ọgụgụ karịrị akarị nke ndị
ori ahụ ndị jupụtara ugwu-
ukwu nile ahụ na ọzara ahụ.
32 Ma o wee ruo na otu a ka
afọ nke a siri gwụchaa. Ma ndị
ori ahụ ka nọ na-abawanye ma
na-agbasi ike, nke mere na ha
guzogidere ndị-agha nile nke
ndị Nifaị ahụ, na kwa nke ndị
Leman; ma ha mere ka nnukwu
egwu bịakwasị ndị ahụ n'elu
iru nile nke ala ahụ.
33 E, n'ihi na ha letara ọtụtụ
akụkụ nke ala ahụ, ma mee nnu-
kwu mbibi n'ebe ha nọ; e, gbuo
ọtụtụ, ma dọkpụpụ ndị ọzọ ndị
a dọkpụrụ n'agha n'ime ọzara
ahụ, e, ma nke kachasị nke ndị-
nyom ha na ụmụ ha.
34 Ugbua nnukwu ajọọ ihe nke
a, nke bịakwasịrị ndị ahụ n'ihi
ajọọ-omume ha, kpatelitere ha
ọzọ na ncheta nke Onye-nwe
Chineke ha.
35 Ma otu a ka afọ nke iri asatọ
na otu nke ọchịchị nke ndị-ikpe
siri gwụchaa.
36 Ma n'afọ nke iri asatọ na
abụọ ha malitekwara ọzọ [a]iche-
fu Onye-nwe Chineke ha. Ma
n'afọ nke iri asatọ na atọ ha ma-
litere ịgbasi ike n'ajọọ-omume.
Ma n'afọ nke iri asatọ na anọ ha
emezighị ụzọ ha nile.
37 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
asatọ na ise ha gbasiri ike n'elu
mgbasi ike na mpako ha, na
n'ajọọ-omume ha; ma otu a ha
na-acha kwa ọzọ maka mbibi.

36*a* Alma 46:8.

38 Ma otu a ka afọ nke iri asatọ
na ise siri gwụchaa.

## ISI 12

*Ndị mmadụ akwụsịghị ike ma dị nzuzu ma na-eme ihe ọjọọ ngwa-ngwa—Onye-nwe na-ata ndị ya ahụhụ—Abụghị ihe nke ndị mmadụ ka atụnyeere ike nke Chineke—N'ụbọchị ikpe, ndị mmadụ ga-erita uru ndụ mgbe nile na-adigide ma-ọbụ ọmụma-ikpe mgbe nile na-adigide. Ihe dịka n'afọ 6 tutu amụọ Kraịst.*

Ma otu a anyị ga-ahụ otu ụgha,
na kwa akwụsịghị ike nke
obi nile nke ụmụ nke mmadụ
dị; e, anyị ga-ahụ na Onye-nwe
na nnukwu ịdị mma enweghị
oke ya na-agọzi ma na-enye ndị
tinyere [a]ntụkwasị-obi ha na ya
[b]ime nke ọma.
2 E, ma anyị ga-ahụ n'otu oge
ahụ mgbe ọ ga-enye ndị ya ime
nke ọma, e, na mmụba nke ubi
ha nile, igwe-anụ ha na igwe-
anumanu ha, na n'ọla-edo, na
n'ọla-ọcha, na n'ụdị ihe oke-ọnụ
ahịa nile n'ụdị ọbụla dị iche iche
na nka; na-edebe ndụ ha, ma na-
anapụta ha site n'aka nile nke
ndị iro ha; na-eme ka obi nile
nke ndị iro ha dị nro ka ha gha-
ra ikwupụta agha megide ha; e,
ma na nke-nke, na-eme ihe nile
maka ọdịmma na aňụrị nke ndị
ya: e, mgbe ahụ bụ oge ha [a]ga-
emesi obi ha ike, ma chefuo
Onye-nwe Chineke ha, ma [b]zọ-
gide n'okpuru-ụkwụ ha Onye-
Nsọ ahụ—e, ma nke a n'ihi
inwere-onwe ha, na nnukwu
ime nke-ọma ha kariri akarị.
3 Ma otu a anyị hụrụ na ma
ọbụghị na Onye-nwe [a]na-ata ndị
ya ahụhụ site n'ọtụtụ ntaram-
ahụhụ, e, ma ọbụghị na ọ ji
ọnwụ leta ha ma jiri oke iyi-
egwu, ma jiri ụnwụ ma jiri ụdị
ajọọ ọrịa nile dị iche iche, ha
agaghị [b]echeta ya.
4 O, lee otu nzuzu, na otu ihe-
efu, na otu ihe-ọjọọ, na inwe
mụọ-ọjọọ, na otu [a]ime ajọọ-
omume ngwa-ngwa, na otu
ejighi ngwa-ngwa eme ihe ọma,
nke ụmụ nke mmadụ dị; e, lee
otu ịňa-ntị ngwa-ngwa nye
okwu nile nke ajọọ-onye ahụ, na
itinye [b]obi ha n'ihe efu nile nke
ụwa dị!
5 E, lee otu ịdị-na-njikere ibuli
onwe elu na [a]mpako dị; e, lee
otu ịdị-na-njikere itu-ọnụ dị, ma
mee ụdị ajọọ-omume nile dị iche
iche, ma lee otu igbu-oge n'iche-
ta Onye-nwe Chineke ha dị, na
iňa-ntị na ndụmọdụ ya nile, e,
lee otu igbu-oge [b]n'iga ije n'ụzọ
nile nke amamihe dị!
6 Lee, ha achọghị ka Onye-
nwe Chineke ha, onye [a]keworo
ha, [b]na-atụ ma na-achị ha; na-
agbanyeghị nnukwu ịdị mma

**12** 1*a* Abụọma 36:7–8; 2 Nif. 22:2; Mosa. 4:6. ngan Ntụkwasị-obi.
*b* 2 Ihem. 26:5; Abụọma 1:2–3.
2*a* ngan Ngọnarị Okwukwe.
*b* Alma 5:53; 3 Nif. 28:35.
3*a* Mosa. 23:21; OznỌd. 98:21; 101:8.
*b* Emọs 4:6–11.
4*a* Ọpụ. 32:8.
*b* Mat. 15:19; Ndị-Hib 3:12.
5*a* Ilu 29:23. ngan Mpako.
*b* ngan Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
6*a* Aisa. 45:9; OznỌd. 58:30; Moses 7:32–33.
*b* OznỌd. 60:4.

ya na ebere ya n'ebe ha nọ, ha
na-agụ n'ihe-efu ndụmọdụ ya
nile, ma ha agaghị ekwe ka ọ
bụrụ onye-ndu ha.
7 O lee otu nnukwu [a]abụghị-
ihe nke ụmụ nke mmadụ dị; e,
ọbụna na ha dị nta karịa uzuzu
nke ala.
8 N'ihi na lee, uzuzu nke ala
na-agaghari n'ebe a na n'ebe
nke ọzọ, ruo n'ikewa iche iche,
n'iwu nke nnukwu na Chineke
mgbe nile na-adigide anyị.
9 E, lee n'olu-okwu ya ka
ugwu-nta nile na ugwu-ukwu
nile mara ririri ma [a]maa jijiji.
10 Ma site [a]n'ike nke olu-okwu
ya ha gbasasịrị, ma dị larịị, e,
ọbụna dịka ndagwurugwu.
11 E, site n'ike nke olu-okwu
ya ka [a]ụwa dum na-akwagharị;
12 E, site n'ike nke olu-okwu
ya, ka ntọ-ala nile na-ama jijiji,
ọbụna ruo n'ebe etiti ya.
13 E, ma ọbụrụ na ọ sị ụwa—
Pụọ—ọ pụọ.
14 E, ọbụrụ na ọ sị [a]ụwa—I
[b]ga-alaghachị azụ, ka o [c]gbatị-
pụ ụbọchị ahụ ruo ọtụtụ oge-
awa—ọ ga-eme;
15 Ma otu a, dịka okwu ya siri
dị ụwa ga-alaghachị azụ, ma ọ
ga-adị mmadụ ka anyanwụ o
guzoro n'otu ebe; e, ma lee, nke
a dị otu a; n'ihi na n'ezi-okwu
ọ bụ ụwa na-aga ma ọbụghị
anyanwụ.
16 Ma lee, ọzọ ọbụrụ na ọ sị
[a]mmiri nile nke nnukwu ogbu—
[b]Tachapụ—ọ ga-eme.
17 Lee, ọbụrụ na ọ sị ugwu-
ukwu a—Ka ebulie gị elu, ma
[a]bịafeta ma dakwasị obodo-
ukwu ahụ, ka e wee lie ya—lee
ọ ga-eme.
18 Ma lee, ọbụrụ na mmadụ
[a]ezolite akụ n'ime ala, ma
Onye-nwe ga-asị—Ka a [b]bụọ ya
ọnụ, n'ihi ajọọ-omume nke onye
ahụ zoliteworo ya—lee, a ga-
abụ ya ọnụ.
19 Ma ọbụrụ na Onye-nwe ga-
asị—Ka a bụọ gị ọnụ, nke mere
na ọdịghị onye ga-achọta gị site
n'oge nke a gaa n'iru ma ruo
mgbe nile—lee, ọdịghị onye ga-
enweta ya site ugbua gaa n'iru
ma ruo mgbe nile.
20 Ma lee, ọbụrụ na Onye-nwe
ga-asị mmadụ—N'ihi ajọọ-
omume gị nile, a ga-abụ gị ọnụ
ruo mgbe nile—ọ ga-eme.
21 Ma ọbụrụ na Onye-nwe ga-
asị—N'ihi ajọọ-omume gị nile a
ga-ebepụ gị site n'ebe m nọ—ọ
ga-emee ka ọ dị otu ahụ.
22 Ma ahụhụ na-adịrị ya bụ
onye ọ ga-asi nke a, n'ihi na ọ
ga-adịrị ya bụ onye ga-eme ajọọ-
omume, ma agaghị enwe ike
ịzọpụta ya; ya mere, n'ihi nke
a, ka e wee zọpụta ndị mmadụ,
ka e jiri kwupụta nchegharị.
23 Ya mere, ngọzi na-adịrị
ha bụ ndị ga-echegharị ma ṅaa-
ntị n'olu-okwu nke Onye-nwe
Chineke ha; n'ihi ndị a bụ ndị
ahụ a [a]ga-azọpụta.
24 Ma ka Chineke kwere, na
nnukwu uju ya, na a ga-akpọta

7*a* Aisa. 40:15, 17; Mosa. 4:19; Moses 1:10.
9*a* 3 Nif. 22:10.
10*a* 1 Nif. 17:46.
11*a* Mọm 5:23; Ita 4:9.
14*a* Josh. 10:12–14.
*b* Aisa. 38:7–8.
*c* 2 Ndez. 20:8–11.
16*a* Mat. 8:27.
*b* Aisa. 44:27; 51:10.
17*a* 3 Nif. 8:10.
18*a* Mọm 1:18; Ita 14:1.
*b* Hil. 13:17.
23*a* NGAN Nzọpụta.

ndị mmadụ ruo nchegharị na
ọrụ ọma nile, ka e wee wegha-
chitara ha amara maka [a]amara,
dịka ọrụ ha nile siri dị.
25 Ma ọ dị m ka a sị na a ga-
azọpụta mmadụ nile. Mana anyị
gụtara na na nnukwu na ụbọchị
ikpe azụ e nwere ndị a ga-achụ-
pụ, e, ndị a ga-achụpụ site n'iru
nke Onye-nwe;
26 E, ndị a ga-enyefe n'ọnọdụ
nke nhuju-anya agwụgh-agwụ,
na-mmejupụta okwu nile nke
sịrị: Ndị nile ahụ meworo ihe
ọma ga-enwe [a]ndụ mgbe nile
na-adigide; ma ndị nile ahụ me-
woro ihe ọjọọ ga-enwe [b]ọmụma-
ikpe mgbe nile na-adigide. Ma
otu a ka ọ dị. Amen.

---

Ibu-amụma nke Samuel, onye nke Leman, nye ndị nke Nifaị.

*Mejupụtara isi 13 ruo isi 15 e tinyekọtara.*

## ISI 13

*Samuel onye nke Leman wee buo amụma mbibi nke ndị Nifaị ma ọbụgbị na ha chegharịrị—Ha na akụ na ụba ha ka a bụrụ ọnụ—Ha jụrụ ma tụọ ndị-amụma nile ahụ okwute, ndị mụọ ọjọọ gbachibidoro ha gburu-gburu—Ma na-achọ añụrị na-ime ajọọ-omume. Ihe dịka n'afọ 6 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo n'afọ nke
iri asatọ na isii, ndị Nifaị nọgi-
dekwara n'ajọọ-omume, e, na
nnukwu ajọọ-omume, ebe [a]ndị
Leman lerusiri anya ike idebe
iwu-nsọ nile nke Chineke, dịka
iwu nke Moses siri dị.
2 Ma o wee ruo na n'ime afọ
nke a e nwere otu Samuel, onye
nke Leman, batara n'ala nke
Zarahemla, ma malite ikwusa-
ra ndị ahụ ozi-ọma. Ma o wee
ruo na o kwusara ozi-ọma, ọtụtụ
ụbọchị, nchegharị nye ndị ahụ,
ma ha chụpụrụ ya, ma ọ chọrọ
ịlaghachi n'ala nke ya.
3 Mana lee, olu nke Onye-nwe
bịakwutere ya, ka ọ laghachị
ọzọ, ma buoro ndị ahụ amụma
ihe ọbụla ga-abata n'ime [a]obi ya.
4 Ma o wee ruo na ha ekweghị
ka ọ baa n'ime obodo-ukwu
ahụ; ya mere ọ gara rigoro n'elu
mgbidi nke dị n'ebe ahụ, ma
gbatịpụ aka ya ma tie mkpu
n'olu dị elu, ma buoro ndị ahụ
amụma ihe nile ọbụla Onye-
nwe tinyere n'ime obi ya.
5 Ma ọ sịrị ha: Lee, mụ, Samuel,
onye nke Leman, na-ekwu
okwu nile nke Onye-nwe ndị
nke ọ na-etinye n'obi m; ma lee
o tinyewo ya n'obi m ikwupụ-
tara ndị a na [a]mma-agha nke
ikpe zịrị-ezi na-ekoro n'ofe isi
ndị a; ma narị afọ anọ agaghị
agafe tutu mma-agha nke ikpe
zịrị-ezi ahụ ga-adakwasị ndị a.
6 E, [a]mbibi dị arọ na-eche ndị a,
ma ọ na-abịakwute ndị a n'ezie,
ma ọdịghị ihe ga-azọpụta ndị a
ma-ọbụghị nchegharị na okwu-
kwe n'Onye-nwe Jisus Kraịst,

24*a* NGAN Amara.
26*a* Mat. 25:46;
Jọn 5:28–29;
Ndi Rom 6:13.
*b* NGAN Ọmụma Ikpe
Ọkụ Ala-mụọ.
**13** 1*a* Hil. 15:4–5.
3*a* OznỌd. 100:5.
5*a* Alma 60:29;
3 Nif. 2:19.
6*a* Alma 45:10–14;
Hil. 15:17.

onye ga-abịa n'ime ụwa n'ezie,
ma ọ ga-ata ahụhụ ọtụtụ ihe ma
a ga-egbu ya maka ndị ya.
7 Ma lee, onye [a]mụọ-ozi nke
Onye-nwe ekwupụtaworo m ya,
ma o wetara [b]ozi ọma nke obi-
ụtọ nye mkpụrụ-obi m. Ma lee,
e zitara m nye unu ikwupụta ya
nye kwa unu, ka unu wee nwee
ozi ọma; mana lee, unu achọghị
ịnabata m.
8 Ya mere, otu a ka Onye-nwe
kwuru: N'ihi isi-ike nke obi nile,
ndị nke ndị Nifaị, ma ọbụghị na
ha chegharịrị, aga m ewepụ
okwu m site n'ebe ha nọ, ma
aga m [a]ewereghachị Mụọ m
site n'ebe ha nọ, ma agaghị m
anagide ha ọzọ, ma aga m atụ-
gharị obi nile nke ụmụnne ha
nwoke megide ha.
9 Ma [a]narị afọ anọ agaghị aga-
fee tutu m ga-eme ka e tie ha
otiti ihe; e, aga m eleta ha jiri
mma-agha na jiri ụnwụ na jiri
ajọọ-ọrịa.
10 E, aga m eleta ha n'iwe m
dị egwu, ma a ga-enwe ndị nke
[a]ọgbọ nke anọ ndị ga-adị ndụ,
bụ ndị iro unu, ịhụ mbibi unu
kpam-kpam; ma nke a ga-abịa-
rịrị ma ọbụghị na unu chegharị-
rị, ka Onye-nwe kwuru, ma ndị
nke ọgbọ nke anọ ga-eweta mbi-
bi unu.
11 Mana ọbụrụ na unu ga-
echegharị ma [a]laghachịkwute
Onye-nwe Chineke unu, aga m
atụgharịpụ iwe m, ka Onye-nwe
kwuru; e, otu a ka Onye-nwe
kwuru, ngọzi na-adịrị ha bụ ndị
ga-echegharị ma tụgharịkwute
m, mana ahụhụ na-adịrị onye
ahụ nke na-agaghị echegharị.
12 E, [a]ahụhụ na-adịrị nnukwu
obodo-ukwu nke Zarahemla
nke a; n'ihi na lee, ọ bụ n'ihi ndị
ezi-omume ahụ ka e jiri zọpụta
ya; e, ahụhụ na-adịrị nnukwu
obodo-ukwu nke a, n'ihi na ahụ-
rụ m, ka Onye-nwe kwuru, na e
nwere ọtụtụ, e, ọbụna akụkụ ndị
nke karịrị na nnukwu obodo-
ukwu nke a, ndị ga-emesi obi
ha ike megide m, ka Onye-nwe
kwuru.
13 Mana ngọzi na-adịrị ndị ahụ
ga-echegharị, n'ihi na ha ka m
ga-edebe. Mana lee, ọbụrụ na
ọbụghị maka ndị ezi-omume nọ
na nnukwu obodo-ukwu nke a,
lee, aga m eme ka [a]ọkụ rịdata
site n'elu-igwe ma bibie ya.
14 Mana lee, ọ bụ n'ihi ndị ezi-
omume ka e jiri debe ya. Mana
lee, oge na-abịa, ka Onye-nwe
kwuru, na mgbe unu ga-achụpụ
ndị ezi-omume site n'etiti unu,
mgbe ahụ ka unu ga-acha-maka
mbibi; e, ahụhụ ga-adịrị nnu-
kwu obodo-ukwu nke a, n'ihi
ajọọ-omume na ihe arụ nile nke
dị n'ime ya.
15 E, ma ahụhụ ga-adịrị obo-
do-ukwu nke Gịdiọn, n'ihi ajọọ-
omume na ihe arụ nile nke dị
n'ime ya.
16 E, ma ahụhụ ga-adịrị obo-
do-ukwu nile ndị dị n'ala
ahụ gburu-gburu, nke ndị
Nifaị nwere, n'ihi ajọọ-omume
na ihe arụ nile nke dị n'ime ha.

7*a* Alma 13:26.
*b* Aisa. 52:7.
8*a* Hil. 6:35.
9*a* Alma 45:10–12.
10*a* 1 Nif. 12:12;
2 Nif. 26:9;
3 Nif. 27:32.
11*a* 3 Nif. 10:5–7.
12*a* 3 Nif. 8:8, 24; 9:3.
13*a* Jen. 19:24;
2 Ndez. 1:9–16;
3 Nif. 9:11.

17 Ma lee, [a]ọbụbụ-ọnụ ga-abịa-
kwasị ala ahụ, ka Onye-nwe nke
usu nile nke ndị-agha kwuru,
n'ihi ndị ahụ bụ ndị nọ n'ala
ahụ, e, n'ihi ajọọ-omume ha na
ihe arụ ha nile.
18 Ma ọ ga-eru, ka Onye-nwe
nke usu nile nke ndị-agha kwu-
ru, e, nnukwu na ezi Chineke
anyị, na onye ọbụla [a]ga-ezo akụ
nile n'ime ala agaghị achọta-
kwa ha ọzọ, n'ihi nnukwu ọbụ-
bụ-ọnụ nke ala ahụ, ma ọbụghị
na ọ bụ onye ezi-omume ma ọ
ga-ezolite ya nye Onye-nwe.
19 N'ihi na aga m achọ, ka
Onye-nwe kwuru, na ha ga-
ezolitere m akụ ha; ma ọbụbụ-
ọnụ ga-adịrị ha bụ ndị na-ana-
ghị ezolitere m akụ ha; n'ihi na
ọdịghị ndị na-ezolitere m akụ
ha ma ọbụghị ndị ezi-omume;
ma onye ọbụla nke na-anaghị
ezolitere m akụ ya, ọbụbu-ọnụ
na-adịrị ya, na kwa akụ ahụ,
ma ọdịghị onye ga-agbapụta ya
n'ihi ọbụbụ-ọnụ nke ala ahụ.
20 Ma ụbọchị ahụ ga-abịa
mgbe ha ga-ezolite akụ ha nile,
n'ihi na ha atụkwasịwo obi
ha nile n'akụ na ụba; ma n'ihi
na ha atụkwasịwo obi ha nile
n'akụ na ụba ha, ma ha ga
ezolite akụ ha nile mgbe ha
ga-agbapụ site n'iru ndị iro ha;
n'ihi na ha agaghị ezolitere m
ha, ọbụbụ-ọnụ ga-adịrị ha na
kwa akụ ha nile, ma n'ụbọchị
ahụ ka a ga eti ha otiti-ihe, ka
Onye-nwe kwuru.
21 Lee nu, ndị nke nnukwu
obodo-ukwu nke a, ma [a]ñaa-ntị
n'okwu m nile; e, ñaa-ntị n'o-
kwu nile nke Onye-nwe na-
ekwu; n'ihi na lee, o kwuru na
abụrụ unu ọnụ n'ihi akụ na ụba
unu, na kwa abụrụ akụ na ụba
unu ọnụ n'ihi na unu atụkwasị-
wo obi unu nile na ha, ma unu
añabeghị ntị n'okwu nile nke
onye ahụ nyeworo unu ha.
22 Unu anaghị echeta Onye-
nwe Chineke unu n'ihe nile ndị
nke o jiworo gọzie unu, mana
unu na-echeta [a]akụ na ụba unu
oge nile, na anaghị ekele Onye-
nwe Chineke unu maka ha; e,
obi unu nile anaghị abịakwute
Onye-nwe, mana ha na afụli-
elu na nnukwu [b]mpako, ruo na
itu-ọnụ, na ruo na nnukwu
mfụli-elu, [c]ntaji-anya nile, esem-
okwu, echiche-ọjọọ, inye-nso-
gbu nile na igbu-mmadụ nile, na
ụdị ajọọ-omume nile dị iche iche.
23 N'ihi nke a ka Onye-nwe
Chineke jiri mee na ọbụbụ-ọnụ
ga-abịakwasị ala ahụ, na kwa
n'akụ na ụba unu nile, ma nke a
n'ihi ajọọ-omume unu nile.
24 E, ahụhụ na-adịrị ndị a, n'ihi
oge nke a nke bịarutaworo,
na unu [a]na-achụpụ ndị-amụma
nile, ma na-akwa ha emu, ma
na-atụ ha okwute, ma na-egbu
ha, ma na-emeso ha ụdị ajọọ-
omume nile dị iche iche, ọbụna
dịka ha mere na mgbe ochie.
25 Ma ugbua mgbe unu na-
ekwu okwu, unu na-asị: Ọbụrụ
na ụbọchị anyị nile bụ rịị n'ụ-
bọchị nile nke [a]ndị nna anyị

17*a* Hil. 12:18.
18*a* Mọm 1:18; Ita 14:1.
21*a* ngan Naa-ntị.
22*a* Luk 12:34.
ngan Ụba Akụ; Ịdabere n'Ihe nke Ụwa.
*b* ngan Mpako.
*c* ngan Ntaji-anya.
24*a* 2 Ihem. 36:15–16; 1 Nif. 1:20.
25*a* Ọlndoz. 7:51.

mgbe ochie, anyị agaraghị egbu
ndị-amụma nile ahụ; anyị aga-
raghị atụ ha okwute, ma chụpụ
ha.
26 Lee unu dị njọ karịa ha; n'ihi
na dịka Onye-nwe na-adị ndụ,
ọbụrụ na [a]onye-amụma ga-abịa
n'etiti unu ma kwupụtara unu
okwu nke Onye-nwe, nke na-
agba ama maka mmehie unu
nile na ajọọ-omume unu nile,
unu ga-eweso ya [b]iwe, ma chụ-
pụ ya ma chọọ ụzọ dị iche-iche
ibibi ya; e, unu ga-asị na ọ bụ
[c]onye-amụma ụgha, ma na ọ bụ
onye-mmehie, na nke ekwensu,
n'ihi na ọ [d]na-agba ama na omu-
me unu jọrọ-njọ.
27 Mana lee, ọbụrụ na otu
nwoke ga-abịa n'etiti unu ma ọ
ga-asị: Mee nke a, ma enweghị
ihe ọjọọ; mee nke ahụ ma unu
agaghị ata ahụhụ; e, o ga-asị:
Gaa ije n'ụdị mpako nke obi
onwe unu nile; e, gaa ije n'ụdị
mpako nke anya unu nile, ma
mee ihe ọbụla obi unu chọrọ—
ma ọbụrụ na otu nwoke ga-abịa
n'etiti unu ma kwuo nke a, unu
ga-anabata ya, ma sị na ọ bụ
[a]onye-amụma.
28 E, unu ga-ebuli ya elu, ma
unu ga-enye site n'ihe unu nwe-
re; unu ga-enye ya site n'ọla-edo
unu, na site n'ọla-ọcha unu, ma
unu ga-eyibe ya uwe dị oke-ọnụ
ahịa; ma n'ihi na ọ na-agwa unu
[a]okwu otuto erughị n'obi, ma ọ
ga-asị na ihe nile dị mma, mgbe
ahụ unu agaghị achọpụta iri
mpe ya.
29 O unu ndị ajọọ-omume na
unu ọgbọ nduhie; unu ndị obi-
ike na unu ndị na-akpọ-ekwe-
nkụ, ruo ole mgbe ka unu ga-
eche na Onye-nwe ga-anagide
unu? E, ruo ole mgbe ka unu
ga-ahapụ onwe unu ka [a]ndị
nzuzu na ndị ndu [b]kpuru-isi
na-edu unu? E, ruo ole mgbe ka
unu [c]ga-ahọrọ ọchịchịrị karịa
[d]ihe?
30 E, lee, iwe nke Onye-nwe
adịwo rịị ọkụ megide unu; lee,
ọ bụwo ala ọnụ maka ajọọ-omu-
me unu.
31 Ma lee, oge na-abịa mgbe ọ
ga-abụ akụ na ụba unu ọnụ, ka
ha [a]na-ami-ami, ka unu ghara
inwe ike ijide ha; ma n'ụbọchị
nile nke ịda-ogbenye unu, unu
enweghị ike idebe ha.
32 Ma n'ụbọchị nile nke ịda-
ogbenye unu unu ga-akpọku
Onye-nwe; ma n'efu ka unu
ga-akpọ, n'ihi na ịtọgbọrọ n'efu
unu abịakwasịwo rịị unu, ma
mbibi unu e mewo ka ọ bụrụ
ezi-okwu; ma mgbe ahụ ka unu
ga-akwa akwa ma tie ogologo
mkpu n'ụbọchị ahụ, ka Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru. Ma mgbe ahụ ka unu
ga-akwa akwa arịrị, ma sị:
33 O [a]ọ dị m ka asị na m che-
ghariworọrịị, ma e gbụghị ndị-
amụma nile, ma [b]tụọ ha okwute,
ma chụpụ ha. E, n'ụbọchị ahụ

26*a* 2 Ihem. 18:7; Luk 16:31.
*b* Aisa. 30:9–10.
*c* Mat. 13:57.
*d* Ndị-Gal. 4:16.
27*a* Maịka 2:11.
NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
28*a* 2 Tim. 4:3–4.
29*a* 2 Nif. 28:9.
*b* Mat. 15:14.
*c* Jọn 3:19.
*d* Job 24:13.
31*a* Mọm 1:17–18.
33*a* Mọm 2:10–15.
*b* Mat. 23:37.

unu ga-asị: O ọ dị ka asị na
anyị chetaworọrịị Onye-nwe
Chineke anyị n'ụbọchị ndị
nke o nyere anyị akụ na ụba
nile, ma mgbe ahụ ha agaraghị
amị-amị nke ga-eme ka anyị
tufuo ha; n'ihi na lee, akụ na
ụba anyị nile apụwo site n'ebe
anyị nọ.
34 Lee, anyị na-atọgbọ ngwa-
ọrụ n'ebe a ma n'echi ya ọ
pụwo; ma lee, a na-anapụ anyị
mma-agha anyị nile n'ụbọchị
anyị chọrọ ha maka ịlụ-agha.
35 E, anyị ezolitewo akụ anyị
nile ma ha amịpụnariwo anyị,
n'ihi ọbụbụ-ọnụ nke ala ahụ.
36 O ọ dị m ka asị na anyị che-
ghariworọrịị n'ụbọchị ahụ nke
okwu nke Onye-nwe bịakwu-
tere anyị; n'ihi na lee a bụwo
ala ahụ ọnụ, ma ihe nile na-
ami-ami, ma anyị enweghị ike
ijide ha.
37 Lee ajọọ-mụọ gbara anyị
gburu-gburu, e, mụọ-ozi nke
onye ahụ chọworo ibibi mkpụ-
rụ-obi anyị gbachibidoro anyị
gburu-gburu. Lee, ajọọ-omume
anyị nile dị ukwuu. O Onye-
nwe i nweghị ike iwepụ iwe
gị site n'ebe anyị nọ? Ma nke
a ga-abụ asụsụ ụnụ n'ụbọchị
nile ndị ahụ.
38 Mana lee, [a]ụbọchị nile nke
mnwale unu agafewo; unu
[b]egbuwo oge maka ụbọchị nzọ-
pụta unu ruo mgbe oge gafe-
woro ruo mgbe ebighi-ebi, ma
mbibi unu e mewo ka ọ bụrụ
ezi-okwu; e, n'ihi na unu achọ-
wo n'ụbọchị nile nke ndụ unu
ihe nke unu na-agaghị enwe ike
inweta; ma unu [c]achọwo inwe-
ta añụrị site n'ime ajọọ-omume,
bụ ihe nke na-emegide ụdị-
okike nke ezi-omume ahụ nke
dị n'ime nnukwu na Isi nke
Ebighi-ebi anyị.
39 O unu ndị ala a, na unu
ga-anụ okwu m nile! Ma ana m
ekpe ekpere ka atụgharịpụ iwe
nke Onye-nwe site n'ebe unu
nọ, ma na unu ga-echeghari na
ka a zọpụta unu.

## ISI 14

*Samuel wee buo-amụma ìhè n'oge abalị na otu kpakpando ọhụrụ n'oge ọmụmụ Kraịst — Kraịst wee gbapụta mmadụ site n'ọnwụ nke arụ na nke mụọ — Ihe iriba-ama nile nke ọnwụ ya tinyere ụbọchị atọ nke ọchịchịrị, nkewa nke nkume nile, na nnukwu nsogbu nile nke ụdị-okike. Ihe dịka n'afọ 6 tutu amụọ Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na
[a]Samuel, Onye Leman, buru
amụma ọtụtụ nnukwu ihe ndị
ọzọ ndị agaghị enwe ike ide.
2 Ma lee, ọ sịrị ha: Lee, ana m
enye unu ihe ịrịba-ama; n'ihi
na afọ ise ọzọ na-abịa, ma lee,
mgbe ahụ Ọkpara nke Chineke
ga-abịa ịgbapụta ndị nile ga-
ekwere n'aha ya.
3 Ma lee, nke a ka m ga-enye
unu maka [a]ihe ịrịba-ama n'oge
nke ọbịbịa ya; n'ihi na lee, a
ga-enwe nnukwu ìhè n'elu-
igwe, nke ga-eme na n'abalị
ahụ tutu ọ bịa agaghị enwe
ọchịchịrị, nke mere na ọ ga-adị
mmadụ ka ọ bụ n'ehihie.

38*a* Mọm 2:15.
*b* Alma 34:33–34.
*c* Alma 41:10–11.
**14** 1*a* Hil. 13:2.
3*a* 3 Nif. 1:15.

4 Ya mere, a ga-enwe otu ehi-
hie na otu abalị na otu ehihie,
dịka ọ bụ otu ụbọchị ma enwe-
ghị abalị; ma nke a ga-adịrị
unu n'ihe iriba-ama; n'ihi na
unu ga-amata maka ọwụwa nke
anyanwụ na kwa maka ọdịda
ya; ya mere ha ga-amata
n'ezi-okwu na a ga-enwe ehihie
abụọ na otu abalị; otu o sila
dị abalị ahụ agaghị agba ọchị-
chịrị; ma ọ ga-abụ abalị tutu a
[a]mụọ ya.
5 Ma lee, a ga-enwe [a]kpakpan-
do ọhụrụ ga-awapụta, ụdị nke
unu na-ahụtụbeghị mbụ; ma
nke a ga-abụ kwa ihe iriba-ama
nye unu.
6 Ma lee nke a abụghị ihe nile,
a ga-enwe ọtụtụ ihe iriba-ama
na ihe-ebube n'elu-igwe.
7 Ma ọ ga-eru na ọ ga-atụ unu
nile n'anya, na ịdị ebube, nke
ga-eme ka unu [a]daa n'ala.
8 Ma ọ ga-eru na onye
ọbụla [a]ga-ekwere n'Ọkpara nke
Chineke, onye ahụ ga-enwe
ndụ mgbe nile na-adigide.
9 Ma lee, otu a ka Onye-nwe
nyeworo m n'ịwu, site n'ọnụ
mụọ-ozi ya, ka m bịa gwa unu
ihe nke a; e, o nyewo iwu na m
ga-eburu unu amụma ihe ndị a;
e, ọ sịwo m: Bekuo ndị a, che-
gharịa ma kwadobe ụzọ nke
Onye-nwe.
10 Ma ugbua, n'ihi na abụ m
onye Leman, ma agwawo m
unu okwu nile nke Onye-nwe
nyeworo m n'iwu, ma n'ihi na
o siri ike megide unu, unu na-
ewere m iwe, ma [a]chụpụ m site
n'etiti unu.
11 Ma unu ga-anụ okwu m
nile, n'ihi na maka ebum-n'obi
a ka m bịaliteworo n'elu mgbidi
nile nke obodo-ukwu a, ka unu
wee nụrụ ma mata maka ikpe
nile nke Chineke nke na-eche
unu n'ihi ajọọ-omume unu nile,
na kwa ka unu wee mata ọnọdụ
nile nke nchegharị;
12 Na kwa ka unu wee mata
maka ọbịbịa nke Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke, [a]Nna nke
elu-igwe na ụwa, Onye-okike
nke ihe nile site na mmalite;
na ka unu wee mata maka ihe
iriba-ama nile nke ọbịbịa ya,
n'ebum-n'obi na unu ga-ekwere
n'aha ya.
13 Ma ọbụrụ na unu [a]kwere
n'aha ya, unu ga-echegharị site
na mmehie unu nile, na site na
ya unu ga-enwe nsachapụ ha
site n'ihe ọ [b]rụrụ.
14 Ma lee, ọzọ, ihe iriba-ama
ọzọ ka m na-enye unu, e, ihe
ịrịba-ama nke ọnwụ ya.
15 N'ihi na lee, ọ ga-anwụrịrị
ka [a]nzọpụta wee bịa; e, ọ
masịrị ya ma dị mkpa na ọ
ga-anwụ, iweta na mmezu
[b]mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ
anwụ, na site na ya a ga-akpọ-
bata ndị mmadụ n'iru nke
Onye-nwe.
16 E, lee, ọnwụ a na-eweta

4*a* NGAN Jisus Kraịst—Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
5*a* Mat. 2:1–2; 3 Nif. 1:21.
7*a* 3 Nif. 1:16–17.
8*a* Jọn 3:16.
10*a* Hil. 13:2.
12*a* Mosa. 3:8; 3 Nif. 9:15; Ita 4:7. NGAN Jisus Kraịst.
13*a* Ọlndoz. 16:30–31.
*b* OznỌd. 19:16–20.
15*a* NGAN Onye-nzọpụta.
*b* Alma 42:23. NGAN Mbilite n'Ọnwụ.

mbilite n'ọnwụ ahụ, ma [a]na-
agbapụta mmadụ nile site n'ọ-
nwụ nke mbụ—ọnwụ nke mụọ
ahụ; maka ụmụ mmadụ nile,
site [b]n'ọdịda nke Adam, ebe e
[c]bepụrụ ha site n'ebe Onye-nwe
nọ, e weere ha ka ndị [d]nwụrụ-
anwụ, ma n'ihe nile nke arụ na
n'ihe nile nke mụọ.
17 Mana lee, mbilite n'ọnwụ
nke Kraịst [a]na-agbapụta ụmụ
mmadụ, e, ọbụna ụmụ mmadụ
nile, ma na-akpọtaghachị ha
n'iru nke Onye-nwe.
18 E, ma ọ na-eweta ọnọdụ
nke nchegharị, nke mere na
onye ọbụla chegharịrị onye ahụ
a gaghị egbutu ya ma tụba ya
n'ime ọkụ; mana onye ọbụla nke
na-echegharịghị a ga-egbutu ya
ma tụba ya n'ime ọkụ; ma ọzọ
ọnwụ nke mụọ na-abịakwasị ha,
e, ọnwụ nke ugboro abụọ, n'ihi
na a ga-ebepụ ha ọzọ n'ihe nile
gbasara ezi-omume.
19 Ya mere chegharịa nụ, che-
gharịa nụ, eleghị anya site n'ị-
mata ihe ndị a na adịghị eme
ha, unu ga-ahapụ onwe unu ịbịa
n'okpuru amam-ikpe, ma ewe-
bata unu rute n'ọnwụ nke
ugboro abụọ nke a.
20 Mana lee, dịka m gwara
unu gbasara [a]ihe iriba-ama ọzọ,
ihe ịrịba-ama nke ọnwụ ya, lee,
n'ụbọchị ahụ nke ọ ga-ata ahụ-
hụ ọnwụ anyanwụ [b]ga-agbaji
ojii ma jụ inye unu ìhè ya; na
kwa ọnwa na kpakpando nile;
ma agaghị enwe ìhè n'elu iru
nke ala nke a, ọbụna site n'oge
nke ọ ga-ata ahụhụ ọnwụ, n'o-
here dị mkpụrụ [c]ụbọchị atọ, ruo
n'oge nke ọ ga-ebilite ọzọ site na
ndị nwụrụ anwụ.
21 E, n'oge nke ọ ga-enyepụ
mụọ ahụ a ga-enwe [a]ịgba egbe-
elu-igwe nile na igbu amụma-
elu nile n'ohere nke dị ọtụtụ oge
awa, ma ụwa ga-eme mkpọtụ
ma maa jijiji; ma nkume nile nke
dị n'elu iru nke ala nke a, nke dị
ma n'elu ụwa ma n'okpuru, ndị
nke unu matara n'oge nke a siri
ike, ma-ọbụ akụkụ nke karịrị
n'ime ya bụ otu ala siri ike, a ga
[b]etiwasi ya;
22 E, a ga etiwa ha abụọ, ma
site n'oge a gaa [a]n'iru a ga-ahụ
ha na njikọ nile ma na mgbawa
nile, na na mpekele ntiwasị
n'elu iru nke ala ahụ nile, e, ma
n'elu ụwa ma n'okpuru.
23 Ma lee, a ga-enwe nnukwu
ebili mmiri nile, ma a ga-enwe
ọtụtụ ugwu-ukwu ewedatara
ala, dịka ndagwụrụgwụ, ma a
ga-enwe ọtụtụ ebe nke a na-
akpọ ndagwụrụgwụ ugbua nke
ga-aghọ ugwu-ukwu, nke ịdị-
elu ya dị nnukwu.
24 Ma a ga-etiwa ọtụtụ okpo-
ro-ụzọ, ma ọtụtụ [a]obodo-ukwu
ga-abụ ihe tọgbọrọ n'efu.
25 Ma a ga-emeghe ọtụtụ [a]ili,
ma ha ga-enyepụ ọtụtụ ndị ha
nwụrụ-anwụ; ma ọtụtụ ndị nsọ
ga-egosị ọtụtụ onwe ha.
26 Ma lee, otu a ka [a]mụọ-ozi
gwaworo m; n'ihi na ọ gwara

16*a* NGAN Atụmatụ nke Mgbapụta.
*b* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*c* Alma 42:6–9.
*d* NGAN Ọnwụ nke Mụọ.
17*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
20*a* 3 Nif. 8:5–25.
*b* Luk 23:44.
*c* Mosa. 3:10.
21*a* 3 Nif. 8:6.
*b* 3 Nif. 10:9.
22*a* 3 Nif. 8:18.
24*a* 3 Nif. 9:3–12.
25*a* Mat. 27:50–54; 3 Nif. 23:9–11.
26*a* Alma 13:26.

m na a ga-enwe ọtụtụ ịgba egbe-
elu-igwe nile na igbu amụma-
elu nile n'ohere nke dị ọtụtụ
oge awa.
27 Ma ọ gwara m na mgbe
egbe elu-igwe na amụma-elu ka
na-eme, na ebili-mmiri, na ihe
ndị a ga-adị, ma na [a]ọchịchịrị
ga-ekpuchi ịrụ nke ụwa nile n'o-
here nke dị mkpụrụ ụbọchị atọ.
28 Ma mụọ-ozi ahụ gwara m
na ọtụtụ ga-ahụ ihe ndị dị
ukwuu karịa ndị a, ruo n'ebum-
n'obi na ha ga-ekwere na [a]ihe
iriba-ama nile ndị a na ihe-ebu-
be nile ndị a ga-emezu n'elu iru
nile nke ala nke a, ruo n'ebum-
n'obi na-agaghị enwe ihe ga-
akpata ekweghị ekwe n'etiti
ụmụ nke mmadụ—
29 Ma nke a ruo n'ebum-n'obi
na onye ọbụla ga-ekwere a ga-
azọpụta ya, ma na ndị ọbụla nke
na-agaghị ekwere, [a]ikpe ziri-ezi
ga-abịakwasị ha; na kwa ọbụrụ
na a ma ha ikpe ha wetakwasịrị
onwe ha amam-ikpe nke ha.
30 Ma ugbua cheta, cheta,
ụmụnne m nwoke, na onye ọbụ-
la nke lara n'iyi, na-alara onwe
ya n'iyi; ma onye ọbụla na-eme
ajọọ-omume, na-emere ya onwe
ya; n'ihi na lee, unu [a]nwere
onwe unu; e nyere unu ohere
imere onwe unu otu unu chọrọ;
n'ihi na lee, Chineke enyewo
unu [b]ọmụma ihe ma o mewo ka
unu nwere onwe unu.
31 O nyewo unu ka unu wee
[a]mata ihe-ọma site n'ihe ọjọọ,
ma o nyewo unu ka unu nwe ike
[b]họrọ ndụ ma-ọbụ ọnwụ; ma
unu nwere ike ime ihe ọma ma
[c]ewetaghachị unu n'ihe ahụ nke
dị mma, ma-ọbụ nweta ihe ahụ
nke dị mma eweghachịrị nye
unu; ma-ọbụ unu nwere ike ime
ihe ọjọọ, ma nweta ihe ahụ nke
dị njọ eweghachịrị nye unu.

## ISI 15

*Onye-nwe tara ndị Nifaị ahụhụ n'ihi na ọ hụrụ ha n'anya—ndị Leman agbanwere kwụsịrị ike ma nọsie ike n'okwukwe ahụ—Onye-nwe ga-emere ndị Leman ebere n'ụbọchị ndị ikpe-azụ. Ihe dịka n'afọ 6 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, ụmụnne m nwoke m
hụrụ n'anya, lee, ana m ekwu-
pụtara unu na ma ọbụghị na
unu ga-echeghari̇, a ga-ahapụrụ
unu ụlọ unu nile i [a]tọgbọrọ
n'efu.
2 E, ma ọbụghị na unu chegha-
rịrị, ndị nwunye unu ga-enwe
nnukwu ihe ga-akpatara ha iru
uju n'ụbọchị nke ha ga-enye ara;
n'ihi na unu ga-anwa ịgbapụ ma
agaghị enwe ebe mgbaba; e, ma
ahụhụ ga-adịrị ndị [a]jị nwa, n'ihi
na ha ga-adị arọ ma ha agaghị
enwe ike ịgbapụ; ya mere, a ga-
azọda ha ma a ga-ahapụ ha ka
ha laa n'iyi.
3 E, ahụhụ na-adịrị ndị a, ndị a
na-akpọ ndị nke Nifaị ma ọbụ-
ghị na ha ga-echeghari̇, mgbe ha

27*a* 1 Nif. 19:10; 3 Nif. 8:3.
28*a* 1 Nif. 12:4–5.
29*a* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
30*a* 2 Nif. 2:26–29; Moses 6:56. NGAN Ohere-Ihọrọ.
*b* NGAN Mmata-ihe.
31*a* Moro. 7:16.
*b* 2 Nif. 2:28–29; Alma 3:26–27.
*c* Alma 41:3–5.
**15** 1*a* Mat. 23:37–38.
2*a* Mat. 24:19.

ga-ahụ ihe iriba-ama nile ndị a
na ihe-ebube nile nke a ga-ego-
sị ha; n'ihi na lee, ha abụrụwọ-
rịị ndị a họtara nke Onye-nwe;
e, ndị nke Nifaị ka ọ hụworo
n'anya, na kwa na o nyewo ha
[a]nnukwu ahụhụ; e, n'ụbọchị
nile nke ajọọ-omume ha nile ka
o nyeworo ha nnukwu ahụhụ
n'ihi na ọ hụrụ ha n'anya.
4 Mana lee ụmụnne m nwoke,
ndị Leman ka ọ kpọworo asị
n'ihi ihe nile ha meworo bu
ajọọ-omume esepụghị-aka, ma
nke a n'ihi ajọọ-omume nke
[a]omenala nke ndị nna ha. Mana
lee, nzọpụta abịaworo ha site na
nkwusa ozi-ọma nke ndị Nifaị;
ma n'ihi nzube nke a ka Onye-
nwe [b]gbatịworo ụbọchị ha nile.
5 Ma ọ dị m ka asị na unu
ga-ahụ na [a]akụkụ nke karịrị
n'ime ha nọ n'ụzọ nke ọrụ ha,
ma ha na-aga n'ihi-aka-n'anya
n'iru Chineke, ma ha na-eleru-
anya n'idebe iwu-nsọ ya nile na
usoro-iwu ya nile na mkpebi ya
nile dịka iwu nke Moses siri dị.
6 E, asị m unu, na akụkụ nke
karịrị n'ime ha na-eme nke a,
ma ha na agbalị jiri ịrụsi-ọrụ
ike n'enweghị ike-ọgwụgwụ ka
ha wee kpọta ụmụnne ha nwo-
ke ndị fọdụrụ n'ọmụma nke ezi-
okwu ahụ; ya mere e nwere
ọtụtụ ndị na-agbakọnye n'ọnụ-
ọgụgụ ha kwa ụbọchị.
7 Ma lee, unu matara n'onwe
unu, n'ihi na unu ahụwo ya, na
ka ha ra bụ ndị n'ime ha eweta-
woro n'ọmụma nke ezi-okwu
ahụ, na n'ịmata maka ajọọ na
ịrụ-arụ nke omenala nile nke
ndị nna ha, ma e dubara n'ikwe-
nye na akwụkwọ-nsọ nile ahụ,
e, amụma nile nke ndị-amụma
dị nsọ, ndị nke e dere ede,
nke na-eduga ha n'okwukwe
n'Onye-nwe, ma ruo na nche-
gharị, bụ okwukwe na nchegha-
rị nke na-eweta [a]mgbanwe nke
obi nye ha —
8 Ya mere, ka ha ra bụ ndị bịa-
woro na nke a, unu matara n'o-
nwe unu na ha [a]kwụsịrị ike ma
guzogidesie ike n'okwukwe ahụ,
na n'ime ihe ahụ e jiworo mee ka
ha nwere onwe ha.
9 Ma unu matakwara na ha
[a]eliwo ngwa-ọgụ ha nile nke
agha n'ala, ma ha na-atụ egwu
iwelite ha eleghị-anya site n'ụzọ
ọbụla ha ga-eme mmehie; e, unu
ga-ahụ na ha na-atụ egwu ime
mmehie — n'ihi na lee ha ga-
ahapụ onwe ha ka a zọda ha
n'ala na ka ndị iro ha gbuo ha,
ma ha agaghị ewelite mma-agha
ha nile megide ha, ma nke a
n'ihi okwukwe ha na Kraịst.
10 Ma ugbua, n'ihi ịkwụsike
ha mgbe ha kwere n'ihe ahụ
nke ha kwere, n'ihi na n'ihi
igụzosike ha mgbe ọbụla a
gbaara ha ama, lee, Onye-nwe
ga-agọzi ha ma gbatịa ụbọchị
ha nile ogologo, na-agbanyeghị
ajọọ-omume ha —
11 E, ọbụna ma ọbụrụ na ha
ga-ala azụ n'ekweghị ekwe
Onye-nwe [a]ga-agbatị ụbọchị ha
nile ogologo, ruo mgbe oge ahụ

3*a* Ilu 3:12;
Ndị-Hib 12:5–11;
OznỌd. 95:1.
4*a* NGAN Omenala nile.
*b* Alma 9:16.
5*a* Hil. 13:1.
7*a* NGAN Mgbanwe, Onye Agbanwere.
8*a* Alma 23:6; 27:27;
3 Nif. 6:14.
9*a* Alma 24:17–19.
11*a* Alma 9:16.

ga-abịa nke e kwuworo maka
ya site n'ọnụ ndị nna anyị, na
kwa site n'ọnụ onye-amụma
[b]Zinọs, na ọtụtụ ndị-amụma ọzọ,
gbasara [c]iwetaghachị ụmụnne
anyị nwoke, ndị Leman, ọzọ
n'ọmụma nke ezi-okwu ahụ—
12 E, asị m unu, na n'oge ndị
ikpe-azụ [a]nkwa nile nke Onye-
nwe ka esetịpụworo nye ụmụn-
ne anyị nwoke, ndị Leman; ma
na-agbanyeghị ọtụtụ mkpagbu
nile ndị ahụ nke ha ga-enwe,
ma na-agbanyeghị a [b]ga-akwa-
gharị ha ma n'iru ma n'azu
n'iru nke elu ụwa, ma a chụọ
ha nta, ma a ga-enye ha otiti ihe
ma chụsasịa ha na mba nile,
na-enweghị ebe mgbaba, Onye-
nwe ga-emere ha [c]ebere.
13 Ma nke a bụ dịka amụma
ahụ, na a [a]ga-akpọta kwa ha ọzọ
n'ezi ọmụma-ihe, nke bụ ọmụ-
ma nke Onye-mgbapụta ha, na
nnukwu na ezi [b]onye-ọzụzụ-
atụrụ ha, ma agụnye ha n'etiti
atụrụ ya.
14 Ya mere asị m unu, ọ [a]ga-
akara ha mma karịa unu ma
ọbụghị na unu chegharịrị.
15 N'ihi na lee, [a]egosịrị ha ọrụ
nile ahụ dị ukwuu nke egosịwo-
ro unu, e, nye ha bụ ndị laworo
azụ n'ekweghị-ekwe n'ihi ome-
nala nile nke ndị nna ha, unu
nwere ike ịhụ n'onwe unu na ha
agaghị ala kwa azụ ọzọ mgbe
ọbụla n'ekweghị-ekwe.
16 Ya mere, ka Onye-nwe
kwuru: Agaghị m ebibi ha kpam-
kpam, mana a ga m eme ka n'ụ-
bọchị nke amamihe m ha ga-ala-
ghachịkwute m ọzọ, ka Onye-
nwe kwuru.
17 Ma ugbua lee, ka Onye-nwe
kwuru, gbasara ndị nke ndị
Nifaị ahụ: O bụrụ na ha agaghị
echegharị, ma leruo-anya na-
eme ihe m chọrọ, aga m [a]ebibi
ha kpam-kpam, ka Onye-nwe
kwuru, n'ihi ekweghị-ekwe ha
na-agbanyeghị ọtụtụ ọrụ dị
ukwuu ndị nke m rụworo n'eti-
ti ha; ma dịka Onye-nwe na-adị
ndụ n'ezie ihe ndị a ga-adị, ka
Onye-nwe kwuru.

## ISI 16

*Ndị Nifaị nile kwere n'ihe Samuel kwuru, Nifaị mere ha baptism—Agaghị enwe ike igbu Samuel site n'aku nile na okwute nile nke ndị Nifaị na-echegharịbeghị—Ụfọdụ ga-emesi obi ha ike, ma ndị ọzọ na-ahụ ndị mụọ-ozi.—Ndị ahụ na-ekweghị-ekwe na-asị na o kwesighị-ekwesị ikwere na Kraịst na ọbịbịa ya na Jerusalem. Ihe dịka n'afọ 6 ruo 1 tutu amụọ Kraịst.*

MA ugbua, o wee ruo na e nwe-
re ọtụtụ ndị nụrụ okwu nile nke
Samuel, onye Leman, ndị nke o
kwuru n'elu mgbidi nile nke
obodo-ukwu ahụ. Ma ka ha ra
bụ ndị kwere n'okwu ya gara
n'iru ma na-achọ Nifaị; ma
mgbe ha bịaruworo ma chọta
ya ha kwupụtara mmehie ha

11*b* Hil. 8:19.
*c* 2 Nif. 30:5–8.
12*a* Inọs 1:12–13.
*b* Mọm 5:15.
*c* 1 Nif. 13:31; 2 Nif. 10:18–19; Jekọb 3:5–6.
13*a* 3 Nif. 16:12.
*b* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
14*a* Hil. 7:23.
15*a* Mat. 11:20–23.
17*a* Hil. 13:6–10.

nile nye ya ma ha agọghị agọ,
na-achọ ka e mee ha baptism
nye Onye-nwe.
2 Mana ka ha ra bụ ndị
na ekweghị n'okwu nile nke
Samuel wesara ya iwe; ma ha
tụrụ ya okwute n'elu mgbidi
ahụ, na kwa ọtụtụ gbara ya akụ
dịka o guzoro n'elu mgbidi ahụ;
mana Mụọ nke Onye-nwe nọ-
nyere ya, nke mere na ha enwe-
ghị ike ịtụta ya okwute ha nile
ọbụghị ma akụ ha nile.
3 Ugbua mgbe ha hụrụ na ha
enweghị ike ịtụta ya, e nwere
ọtụtụ ndị ọzọ kwere n'okwu ya
nile, nke mere na ha pụgakwu-
ru Nifaị ka e mee ha baptism.
4 N'ihi na lee, Nifaị nọ na-eme
baptism, ma na-ebu-amụma, ma
na-ekwusa ozi-ọma, na-eti nche-
gharị nye ndị ahụ, na-egosị ihe
iriba-ama na ihe-ebube nile, na-
arụ [a]ọrụ-ebube nile n'etiti ndị
ahụ, ka ha wee mata na Kraịst
ahụ [b]ga-abịarịrị n'oge na-adị-
ghị anya —
5 Na-agwa ha maka ihe ndị
ga-abịarịrị n'oge na-adịghị anya,
ka ha wee mata ma cheta n'oge
nke ọbịbịa ha na ha e mewo ka
ha mata ha tutu oge eruo, na
nzube na ha ga-ekwere; ya mere
ka ha ra bụ ndị kwere n'okwu
nile nke Samuel gakwuru ya ka
e mee ha baptism, n'ihi na ha
bịara na-echeghari na-ekwupụ-
ta mmehie ha nile.
6 Mana akụkụ nke ndị karịrị
n'ime ha ekweghị n'okwu nile
nke Samuel; ya mere mgbe ha
hụrụ na ha enweghị ike ịtụta
ya okwute ha nile na akụ ha
nile, ha tikuru ọchị-agha nile ha,
na-asị: Kpọrọ nwoke a ma kee
ya agbụ, n'ihi na lee o nwere
ajọọ-mụọ; ma n'ihi ike nke
ekwensu ahụ nke dị n'ime ya
anyị enweghị ike ịtụta ya okwu-
te anyị nile na akụ anyị nile; ya
mere kpọrọ ya ma kee ya agbụ,
ma kpọpụ ya.
7 Ma mgbe ha garuru imetụ
ya aka, lee ọ tụdatara onwe ya
site na mgbidi ahụ, ma gbafuo
site n'ala ha, e, ọbụna ruo n'obo-
do nke ya, ma malite ikwusa
ozi-ọma na ibu-amụma n'etiti
ndị nke ya.
8 Ma lee, anụghị kwa ihe gba-
sara ya ọzọ n'etiti ndị Nifaị;
ma otu a ka ihe nile nke ndị
ahụ siri dị.
9 Ma otu a ka afọ nke iri
asatọ na isii nke ọchịchị nke
ndị-ikpe na-achị ndị nke Nifaị
siri gwụchaa.
10 Ma otu a kwa ka afọ nke iri
asatọ na asaa nke ọchịchị nke
ndị-ikpe siri gwụchaa, akụkụ
ndị nke karịrị n'ime ndị ahụ
na-anọgide na mpako ha na
ajọọ-omume, ma akụkụ ndị nke
karịrị ntakịrị na-aga n'ihi-aka
n'anya n'iru Chineke karịa.
11 Ma ihe ndị a bụ kwa ọnọ-
dụ nile nke dị, n'afọ nke iri
asatọ na asatọ nke ọchịchị nke
ndị-ikpe.
12 Ma e nwere nanị mgbanwe
ntakịrị n'ihe omume nile nke
ndị ahụ, ma ọbụghị na ndị ahụ
malitere isi ike karịa n'ajọọ-
omume, ma na-eme nke karịrị
na nke karịrị nke ihe nke megi-
dere iwu-nsọ nile nke Chineke,

**16** 4*a* ngan Ọrụ Ebube. *b* Hil. 14:2.

n'afọ nke iri asatọ na iteghete nke ọchịchị nke ndị-ikpe.
13 Mana o wee ruo n'afọ nke iri iteghete nke ọchịchị nke ndị-ikpe, e nwere nnukwu [a]ihe iriba-ama nile e nyere ndị ahụ, na ihe-ebube nile; ma okwu nile nke ndị-amụma [b]malitere imezu.
14 Ma [a]ndị mụọ-ozi pụtakwutere ndị mmadụ, ndị amamihe, ma kwupụtaara ha ozi ọma nke oke ọñụ; otu a n'afọ nke a akwụkwọ-nsọ nile malitere imezu.
15 Otu o sila dị, ndị ahụ malitere imesi obi ha ike, ha nile ma ọbụghị akụkụ ndị nke kachasịrị kwere n'ime ha, ma na ndị Nifaị na kwa na ndị Leman, ma malite ịdabere n'ume nke onwe ha na [a]amamihe nke onwe ha, na-asị:
16 Ụfọdụ ihe ka ha ga-akọtawọrịị, n'etiti ọtụtụ; mana lee, anyị matara na nnukwu na ọrụ ịtụ-n'anya nile ndị a agaghị enwe ike imezu, ndị nke e kwuworo maka ha.
17 Ma ha malitere ịtụgharịuche na ịdọ ndọrọ-ndọrọ n'etiti onwe ha, na-asị:
18 Na ọ [a]dịghị akọ na uche dị na ụdị ihe dịka otu Kraịst ga-abịa; ọbụrụ otu ahụ, maọbụ Ọkpara nke Chineke, Nna nke elu-igwe na nke ụwa, dịka e kwuworo ya, gịnị mere ọ gaghị egosị anyị onwe ya dịka nye ndị nke ga-anọ na Jerusalem?
19 E, gịnị mere ọ gaghị egosị onwe ya n'ala nke a dịka n'ala nke Jerusalem?
20 Mana lee, anyị matara na nke a bụ ajọọ [a]omenala, nke enyedataworo anyị site n'aka ndị nna anyị, ime ka anyị kwere n'ụfọdụ nnukwu na ihe ịtụ-n'anya nke ga-emezu, mana ọbụghị n'etiti anyị, kama n'ala nke dị n'ebe dị anya, ala nke anyị naamaghị; ya mere ha nwere ike idebe anyị n'amaghị ama, n'ihi na anyị enweghị ike [b]ịhụ n'anya anyị na ha bụ ezi-okwu.
21 Ma ha ga, site na aghụghọ na nka nile dị omimi nke ajọọonye ahụ, rụọ ụfọdụ nnukwu ihe omimi nke anyị na-enweghị ike ịghọta, nke ga-edebe anyị n'okpuru ịbụ ụmụ-oru nye okwu ha nile, na kwa ụmụ-oru nye ha, n'ihi na anyị dabere ha ịkụziri anyị okwu ahụ; ma otu a ka ha ga-esi debe anyị n'amaghị-ama ma ọbụrụ na anyị gaadanyere ha onwe anyị, ụbọchị nile nke ndụ anyị.
22 Ma ọtụtụ ihe ndị ọzọ ka ndị ahụ chelitere n'obi ha, ndị bụ ihe nzuzu na [a]ihe efu; ma e nyere ha nnukwu nsogbu, n'ihi na Setan kpalitere ha ime ajọọomume esepụghị-aka; e, ọ gaghariri na-agbasa asịrị nile na ndọrọ-ndọrọ nile n'elu iru nile nke ala ahụ, ka o wee na emesi obi nile nke ndị ahụ ike megide ihe nke dị mma na megide ihe nke ga-abịa.
23 Ma na-agbanyeghị ihe iriba-ama nile na ihe-ebube nile ndị e wetara n'etiti ndị nke

13*a* 3 Nif. 1:4.
*b* Hil. 14:3–7.
14*a* Alma 13:26.
15*a* Aisa. 5:21.
18*a* Alma 30:12–13.
20*a* NGAN Omenala nile.
*b* Ita 12:5–6, 19.
22*a* NGAN Efu, Ihe-efu.

Onye-nwe, na ọtụtụ ọrụ-ebube
nile nke ha mere, Setan jidesiri
obi nile nke ndị ahụ ike n'elu
iru nile nke ala ahụ.
24 Ma otu a ka afọ nke iri-
iteghete nke ọchịchị nke ndị-
ikpe na-achị ndị nke Nifaị siri
gwuchaa.
25 Ma otu a ka akwụkwọ nke
Hilaman siri gwụchaa, dịka
akụko-ndekọta nke Hilaman na
ụmụ ya nwoke siri dị.

# Nifaị Nke Atọ
# Akwụkwọ Nke Nifaị

NWA NWOKE NKE NIFAỊ, ONYE BỤ NWA NWOKE NKE HILAMAN

Ma Hilaman bụụrụ nwa nwoke nke Hilaman, onye bụụrụ nwa nwoke nke Alma, onye bụụrụ nwa nwoke nke Alma, ebe ọ bụ onye si na agbụrụ nke Nifaị onye bụụrụ nwa nwoke nke Lihaị, onye siri na Jerusalem pụta n'afọ nke mbụ nke ọchịchị nke Zedekaịa, eze nke Juda.

## ISI 1

*Nifaị, nwa nwoke nke Hilaman, pụrụ site n'ala ahụ, ma nwa ya nwoke Nifaị wee debe akụkọ-ndekọta ahụ—Ọbụnadị na ihe iriba-ama nile na ihe-ebube nile ga-ejupụta, ndị ajọọ-omume tụrụ atụmatụ igbu ndị ezi-omume—Abalị nke ọmụmụ nke Kraịst wee bịaruo—E nyere ihe iriba-ama ahụ, ma kpakpando ọhụrụ wee pụta—Ikwu okwu ụgha nile na nghogbu nile wee bawanye, ma ndị ori Gadiantọn wee gbuo ọtụtụ. Ihe dịka site na afọ 1 ruo 4 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

UGBUA o wee ruo na afọ
nke iri iteghete na otu aga-
fewo ma ọ bụụrụ [a]narị afọ isii
site n'oge nke Lihaị hapụrụ
Jerusalem; ma ọ bụụrụ n'afọ nke
Lakoniọs bụụrụ onye-isi-ikpe
na onye-ọchịchị n'ala ahụ.
2 Ma Nifaị, nwa nwoke nke
Hilaman, apụworịị site n'ala
nke Zarahemla, nyefee ike ọchị-
chị n'aka nwa ya nwoke [a]Nifaị,
onye bụụrụ nwa ya nwoke nke
kachasị bụrụ okenye, gbasara
[b]epekele nke bras ahụ, na akụ-
kọ-ndekọta nile nke e debewo-
ro, na ihe nile ndị ahụ nke e
debeworo nsọ site n'ọpụpụ nke
Lihaị pụrụ site na Jerusalem.
3 Mgbe ahụ ọ pụrụ site n'ala
ahụ, ma [a]ebe ọ gara, ọdịghị onye
matara, ma nwa ya nwoke Nifaị
debere akụkọ-ndekọta ndị ahụ
n'ọnọdụ ya, e, akụkọ-ndekọta
nke ndị a.
4 Ma o wee ruo na mmalite
afọ nke iri iteghete na abụọ, lee,
ibu-amụma nile nke ndị-amụma

[3 NIFAỊ]
**1** 1*a* 2 Nif. 25:19.
2*a* NGAN Nifaị, Nwa-nwoke nke Nifaị, Nwa-nwoke nke Hilaman.
*b* Alma 37:3–5.
3*a* 3 Nif. 2:9.

malitere imezu na njupụta karịa;
n'ihi na a malitere inwe nnukwu
ihe iriba-ama karịa na nnukwu
ọrụ-ebube karịa e mere n'etiti
ndị ahụ.
5 Mana e nwere ụfọdụ ndị ma-
litere ikwu na oge ahụ agafewo
maka okwu nile ahụ imezu,
nke Samuel, onye nke Leman
[a]kwuru.
6 Ma ha malitere ịñụrị-ọñụ
n'ihi ihe mere ụmụnne ha ndị
nwoke na-asị: Lee oge ahụ aga-
wo, ma okwu nile nke Samuel
emezubeghị; ya mere, ọñụ unu
na okwukwe unu gbasara ihe
nke a abuwọrịị ihe efu.
7 Ma o wee ruo na ha mere
nnukwu ọgba-aghara n'akụkụ
nile nke ala ahụ; ma ndị nke
kwere malitere ịnọ na mwute,
eleghị anya n'ụzọ ọbụla ihe ndị
ahụ nke e kwuworo nwere ike
ghara imezu.
8 Mana lee, ha chegidesịrị
nche ike maka ehihie ahụ na
abalị ahụ na ehihie ahụ nke ga-
adị ka otu ehihie dịka a ga-asị na
enweghị abalị dị, ka ha nwe ike
mata na okwukwe ha abụghịrịị
n'efu.
9 Ugbua o wee ruo na e nwere
otu ụbọchị ndị ahụ n'ekweghị-
ekwe wepụtara, na ndị nile ahụ
kwere n'omenala nile ndị ahụ,
a [a]ga-egbu ha ma ọbụghị na ihe
iriba-ama ahụ ga-emezu, nke
Samuel onye-amụma nyeworo.
10 Ugbua o wee ruo na mgbe
Nifaị, nwa nwoke nke Nifaị,
hụrụ ajọọ-omume nke a nke ndị
ya, obi ya dịịrị na mwute karịrị
akarị.
11 Ma o wee ruo na ọ pụrụ
ma kpọọ onwe ya isi-ala n'elu
ala ahụ, ma tie nnukwu mkpu
nye Chineke ya n'aha ndị ya,
e, ndị ahụ a chọrọ ibibi n'ihi
okwukwe ha n'omenala nke
ndị nna ha.
12 Ma o wee ruo na o tikusịrị
Onye-nwe mkpu ike [a]ụbọchị
ahụ nile; ma lee, olu nke Onye-
nwe bịakwutere ya, na-asị:
13 Welite isi gị elu ma nọ n'ezi-
gbo ọñụ; n'ihi na lee, oge ahụ
adịwo nso, ma n'abalị nke a ka a
ga-enye ihe iriba-ama ahụ, ma
[a]n'echi ya ka m ga-abịa n'ime
ụwa, igosị ụwa na m ga-emezu
ihe nile nke m meworo ka e
[b]kwuo site n'ọnụ nke ndị-amụ-
ma m nile dị nsọ.
14 Lee, [a]abịakwute m ndị nke
m, [b]imezu ihe nile nke m mewo-
ro ka ụmụ nke mmadụ mata site
na [c]ntọ-ala nke ụwa, na ime iwu
ahụ, [d]ma nke Nna ma nke Ọkpa-
ra — nke Nna n'ihi m, na nke
Ọkpara n'ihi anụ-arụ m. Ma lee,
oge ahụ dị nso, ma n'abalị nke a
ka a ga-enye ihe iriba-ama ahụ.
15 Ma o wee ruo na okwu nile
nke bịaruru Nifaị e mezuru ha,
dịka otu e sịworo kwuo ha, n'ihi
na lee, n'oge ọdịda anyanwụ e
nweghị [a]ọchịhịrị; ma ọ malitere
ịtụ ndị ahụ n'anya n'ihi na e
nweghị ọchịchịrị mgbe abalị
bịara.

5*a* Hil. 14:2–4.
9*a* NGAN Ogbugbu n'ihi Okwukwe, Onye e Gburu n'ihi Okwukwe ya na Jisus Kraịst.
12*a* Inọs 1:4; Alma 5:46.
13*a* Luk 2:10–11.
*b* NGAN Jisus Kraịst— Ibu-amụma nile banyere ọmụmụ na ọnwụ nke Jisus Kraịst.
14*a* Jọn 1:11.
*b* Mat. 5:17–18.
*c* Alma 42:26.
*d* OznỌd. 93:3–4.
15*a* Hil. 14:3.

16 Ma e nwere ọtụtụ, ndị na-
ekwebeghị okwu nile nke ndị-
amụma ahụ, ndị [a]dara n'ala ma
wee dị ka a ga-asị na ha nwụrụ
anwụ, n'ihi na ha matara na
nnukwu [b]atụmatụ nke mbibi,
nke ha tọgbọworo maka ndị
nke kwere n'okwu nile nke ndị-
amụma, e meworịị ka ha ghara
inwe isi, n'ihi na ihe iriba-ama
nke e nyeworo abịaruwo nso.
17 Ma ha malitere ịmata na
Ọkpara nke Chineke ga-apụta-
rịrị ìhè n'oge na-adịghị anya; e,
na nke-nke, ndị nile bi n'elu iru
nke ala ahụ nile site n'ọdịda-
anyanwụ ruo n'ọwụwa-anya-
nwụ, ma n'ala dị n'elu elu
ma n'ala dị na ndịda-ndịda, ọ
tụrụ ha n'anya nke mere na ha
dara n'ala.
18 N'ihi na ha matara na ndị-
amụma agbawo-ama maka ihe
ndị a ọtụtụ afọ gara aga, ma na
ihe iriba-ama ahụ nke e nyewo-
ro adịwo nso, ma ha malitere
ịtụ-egwu n'ihi ajọọ-omume ha
na ekweghị-ekwe ha.
19 Ma o wee ruo na e nweghị
ọchịchịrị n'abalị nile ahụ, kama
e nwere ìhè dịka ọ bụ n'etiti
ehihie. Ma o wee ruo na anya-
nwụ wakwara ọzọ n'ụtụtụ, dịka
usoro ya ziri-ezi siri dị, ma ha
matara na ọ bụ ụbọchị ahụ nke
a [a]ga-amụ Onye-nwe, n'ihi ihe-
ịrịba-ama ahụ nke e nyeworo.
20 Ma o ruwo, e, ihe nile, mpe-
kere nile, dịka okwu ndị-amụ-
ma nile ahụ siri dị.
21 Ma o wee ruo kwa na
[a]kpakpando ọhụrụ pụtara, dịka
okwu ahụ siri dị.
22 Ma o wee ruo na site n'oge
a gaa n'iru a malitere inwe ọtụ-
tụ-okwu-ụgha e zipụrụ n'etiti
ndị ahụ, site n'aka Setan, imesi
obi ha ike, ruo n'ebum-n'obi na
ha nwere ike ha agaghị e kwere
n'ihe iriba-ama nile ndị ahụ na
ihe-ebube nile nke ha hụworo;
mana na-agbanyeghị okwu-ụgha
nile ndị a na nghogbu nile ndị
nke karịrị na ndị ahụ kwere, ma
a gbanwere ha nye Onye-nwe.
23 Ma o wee ruo na Nifaị gara
n'iru n'etiti ndị ahụ, na kwa
ọtụtụ ndị ọzọ, na-eme baptism
baa na nchegharị, n'ime nke
e nwere nnukwu [a]nsachapụ
nke mmehie nile. Ma otu a ndị
ahụ malitekwara ọzọ inwe udo
n'ala ahụ.
24 Ma enweghị ndọrọ-ndọrọ,
ma ọbụghị ole na ole ndị mali-
tere ikwusa ozi-ọma, na-agba
mbọ igosi site n'akwụkwọ nsọ
nile na ọ dịghị kwa [a]mkpa ọzọ
idebe iwu nke Moses. Ugbua
n'ihe nke a ha mehiere, na-aghọ-
tabeghị akwụkwọ-nsọ nile.
25 Mana o wee ruo na n'oge
na-adịghị-anya ha gbanwere,
ma e mere ka ha kwenye maka
amaghị-eme ahụ nke ha nọọrọ
n'ime ya, n'ihi na e mere ka ha
mata na ịwu ahụ [a]emezubeghị
ya, ma na a ga-emezurịrị ya na
mpekere ọbụla; e, okwu ahụ
bịakwutere ha na a ga-emezurịrị
ya; e, na otu mpekere ma-ọbụ
nke dịkarịsịrị ntakịrị agaghị

16*a* Hil. 14:7.
*b* 3 Nif. 1:9.
19*a* Luk 2:1–7.
21*a* Mat. 2:1–2; Hil. 14:5.
23*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
24*a* Alma 34:13.
25*a* Mat. 5:17–18.

agabiga ruo mgbe a ga-emezu
ha nile; ya mere n’ime otu afọ
ahụ ka e wetara ha na mmata
nke amaghị-eme ha ma ha
[b]kwupụtara iri mpe ha nile.
26 Ma otu a, afọ nke iri iteghe-
te na abụọ gafere, na-eweta ozi-
ọma nile nye ndị ahụ n’ihi ihe
iriba-ama nile nke mezuru, dịka
okwu nile nke ibu-amụma nke
ndị-amụma nile dị nsọ siri dị.
27 Ma o wee ruo na afọ nke
iri iteghete na atọ gafekwara
n’udo, ma ọbụghị maka [a]ndị
ori Gadiantọn, ndị biiri n’elu
ugwu nile ahụ, ndị nọchịzuru
ala ahụ; n’ihi na oke isi-ike ka
ebe ewusịrị-ike ha nile dị na
ebe nzụzọ ha nile nke mere na
ndị ahụ enweghị ike imeri ha;
ya mere ha mere ọtụtụ igbu-
mmadụ, ma mee nnukwu ogbu-
gbu n’etiti ndị ahụ.
28 Ma o wee ruo na n’afọ nke
iri iteghete na anọ ha malitere
imụba ebe ọ dị ukwuu, n’ihi
na e nwere ọtụtụ ndị nghọtahịe
n’ime ndị Nifaị ndị gbakwuru
ha, nke butere nnukwu mwute
nye ndị Nifaị ahụ ndị nọ n’ala
ahụ.
29 Ma e nwekwara ihe butere
nnukwu mwute n’etiti ndị
Leman; n’ihi na lee, ha nwere
ọtụtụ ụmụ ndị tolitere ma ma-
lite ịgbasi ike n’ọtụtụ afọ, nke
mere na ha kwụrụziri n’onwe
ha, ma ụfọdụ ndị bụ [a]ndị nke
Zorọm dufuru ha, site n’ikwu
okwu ụgha nile na okwu otuto
erughị-n’obi nile, isonye ndị ori
Gadiantọn ahụ.
30 Ma otu a ka ndị Leman siri
nwee kwa mkpagbu, ma malite
ibelata n’ihe gbasara okwukwe
ha na ezi-omume, n’ihi ajọọ-
omume nke ọgbọ ndị nke
na-ebilite.

## ISI 2

*Ajọ-omume na ihe arụ nile wee ba-
wanye n’etiti ndị ahụ—Ndị Nifaị
na ndị Leman wee dị n’otu ichekwa
onwe ha megide ndị ori Gadian-
tọn—Ndị Leman a gbanwere ghọrọ
ndị ọcha ma a kpọrọ ha ndị Nifaị.
Ihe dịka site na afọ 5 ruo na 16
mgbe a musịrị Kraịst.*

MA o wee ruo na otu a ka afọ
nke iri iteghete na ise sịkwara
gafee, ma ndị ahụ malitere iche-
fu ihe iriba-ama nile na ihe ebu-
be nile ndị ahụ ha nụworo, ma
malite inwe ịtụ-n’anya dị ntakịrị
ntakịrị n’ihe iriba-ama nile ma-
ọbụ ihe-ebube nile si n’elu-igwe,
nke mere na ha malitere isi ike
n’obi ha nile, ma kpuo-isi n’echi-
che ha nile, ma malite ekweghị
ihe nile nke ha nụworo ma
hụwo—
2 Na-echepụta ụfọdụ ihe efu
n’obi ha nile, na e mere ya site
na ndị mmadụ na site n’ike nke
ekwensu, idupụ na [a]ịghọgbu obi
nile nke ndị ahụ; ma otu a ka
Setan siri nweta kwa onwunwe
nke obi nile nke ndị ahụ ọzọ,
nke mere na o mere ka isi kpuo
ha n’anya ma dufuo ha ikwere
na ozizi nke Kraịst bụ ihe nzu-
zu na ihe efu.

25*b* Mosa. 26:29.
27*a* NGAN Ndị-ori Gadiantọn.
29*a* Alma 30:59.
**2** 2*a* NGAN Duhie, Nduhie, Nghọgbu.

3 Ma o wee ruo na ndị ahụ ma-
litere ịgbasi ike n'ajọọ-omume
na ihe arụ nile; ma ha ekweghị
na a ga-enwe kwa ihe iriba-ama
ndị ọzọ ma-ọbụ ihe-ebube ndị
ọzọ a ga-enye; ma Setan [a]gagha-
rịrị, na-edufu obi nke ndị ahụ,
na-anwa ha ma na-eme ha ka
ha na-eme nnukwu ajọọ-omu-
me n'ala ahụ.
4 Ma otu a ka afọ nke iri iteghe-
te na isii siri gafee; na kwa nke
iri iteghete na asaa; na kwa nke
iri iteghete na asatọ; na kwa afọ
nke iri iteghete na iteghete;
5 Na kwa otu nari afọ agafewo
site n'ụbọchị nile nke [a]Mosaịa,
onye bụ eze na-achị ndị nke ndị
Nifaị.
6 Ma narị afọ isii na iteghete
agafewọrịị site n'oge Lihaị ha-
pụrụ Jerusalem.
7 Ma afọ iteghete agafewọrịị
site n'oge mgbe e nyere ihe iri-
ba-ama ahụ, nke ndị-amụma
kwuru maka ya, na Kraịst ga-
abịa n'ime ụwa.
8 Ugbua ndị Nifaị malitere
ịgbakọ oge ha site n'oge a mgbe
e nyere ihe iriba-ama ahụ ma-
ọbụ site n'ọbịbịa nke Kraịst; ya
mere, afọ iteghete agafewọrịị.
9 Ma Nifaị onye bụụrụ nna
nke Nifaị, onye nlekọta nke akụ-
kọ-ndekọta ahụ nile, [a]alaghachị-
ghị n'ala nke Zarahemla, ma
ọdịghị ebe ọbụla e nwere ike
ịchọta ya n'ala ahụ nile.
10 Ma o wee ruo na ndị
ahụ nọgidekwara n'ajọọ-omu-
me, na-agbanyeghị ọtụtụ ikwu-
sa ozi-ọma na ịbu-amụma ahụ
nke e zitara n'etiti ha; ma otu a
ka afọ nke iri sikwara gafee; na
kwa afọ nke iri na otu gafekwa-
ra n'ajọọ-omume.
11 Ma o wee ruo n'afọ nke
iri na atọ, a malitere inwe
agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile
n'akụkụ ala ahụ nile; n'ihi
na ndị ori Gadiantọn adịwo
imerime n'ọnụ-ọgụgụ, ma ha
gburu ọtụtụ ndị ahụ, ma laa
ọtụtụ obodo-ukwu n'iyi, ma
gbasaa nnukwu ọnwụ na ogbu-
gbu nke ọtụtụ mmadụ n'akụkụ
nile nke ala ahụ, nke mere na
o dịịrị mkpa na mmadụ nile
ndị ahụ, ma ndị Nifaị ma ndị
Leman, kwesịrị iburu ngwa-
agha megide ha.
12 Ya mere, ndị Leman nile
ndị bụrụworo ndị agbanwere
nye Onye-nwe dịịri n'otu ha na
ụmụnne ha nwoke, ndị Nifaị,
ma a manyere ha, maka nche-
kwa nke ndụ ha nile na ndị
nwunye ha na ụmụ ha, iwelite
ngwa-agha megide ndị ori
Gadiantọn ahụ, e, na kwa ịkwa-
do ihe nile ruru ha, na ohere nile
nke ndị nzukọ-nsọ ha na nke
ofufe ha, na [a]inwere onwe ha
na [b]ntọhapụ ha.
13 Ma o wee ruo na tutu afọ
nke iri na atọ a gafesịrị a majara
ndị Nifaị maka mbibi kpam-
kpam n'ihi agha nke a, nke jọ-
woro njọ karịa.
14 Ma o wee ruo na ndị Leman
ahụ ndị jikọtaworo onwe ha ọnụ
ha na ndị Nifaị a gụnyere ha n'e-
titi ndị Nifaị;
15 Ma [a]ọbụbụ-ọnụ ha e wepụrụ

3*a* OznỌd. 10:27.
5*a* Mosa. 29:46–47.
9*a* 3 Nif. 1:2–3.
12*a* NGAN Inwere-onwe, Nnwere-onwe.
*b* NGAN Ntọhapụ.
15*a* Alma 17:15; 23:18.

ha ya, ma akpụkpọ-arụ ha dị-
kwara [b]ọcha dịka nke ndị Nifaị;
16 Ma ụmụ okorọbịa ha na
ụmụ-ada ha makwara mma ka-
rịa, ma a gụnyere ha n'etiti ndị
Nifaị, ma a kpọrọ ha ndị Nifaị.
Ma otu a ka afọ nke iri na atọ
siri gwụchaa.
17 Ma o wee ruo na mmalite
afọ nke iri na anọ, agha ahụ dị
n'etiti ndị ori ahụ na ndị nke
Nifaị gara n'iru ma jọọ njọ ka-
rịa, otu o sila dị, ndị nke Nifaị
ritara uru karịa ndị ori ahụ, nke
mere na ha chụghachiri ha azụ
site n'ala ha nile baa n'ime
ugwu nile ahụ na n'ime ebe
nzuzo ha nile.
18 Ma otu a ka afọ nke iri na
anọ siri gwụchaa. Ma n'afọ nke
iri na ise ha bịarutere imegide
ndị nke Nifaị; ma n'ihi ajọọ-
omume nke ndị nke Nifaị, na
ọtụtụ ndọrọ-ndọrọ nile na nghọ-
tahie nile, ndị ori Gadiantọn ri-
tara ọtụtụ uru karịa ha.
19 Ma otu a ka afọ nke iri na
ise siri gwụchaa, ma otu a ka
ndị ahụ siri nọrọ n'ọnọdụ nke
ọtụtụ mkpagbu; ma [a]mma-agha
nke mbibi koro n'ofe isi ha, nke
mere na ọ fọdụrụ ntakịrị ka e jiri
ya gbuda ha, ma nke a n'ihi
ajọọ-omume ha.

## ISI 3

*Gịdianhaị, onye-ndu ndị Gadiantọn, jiri ikike rịọ ka Lakoniọs na ndị Nifaị nyefee onwe ha na ala ha nile—Lakoniọs họpụtara Gịdgịdonaị dịka onye-isi ọchị-agha nke ndị-agha nile—Ndị Nifaị gbakọtara na Zarahemla na Uju ichekwa onwe ha. Ihe dịka afọ 16 ruo 18 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na n'afọ
nke iri na isii site n'ọbịbịa nke
Kraịst, Lakoniọs, onye-ọchịchị
nke ala ahụ, natara akwụkwọ-
ozi site n'aka onye-ndu na onye-
ọchịchị nke otu ndị ori a; ma
ndị a bụ okwu ndị ahụ e dere,
na-asị:
2 Lakoniọs, onye a ma ama
karịchaa na onye-isi ọchịchị nke
ala ahụ, lee, ana m ede akwụ-
kwọ-ozi nke a nye gị, ma na-
enye gị nnukwu otuto karịrị
akarị n'ihi ịkwụsi ike gị, na
kwa ịkwụsi ike nke ndị gị, na-
ime ka ihe ahụ nke unu chere
na ha bụ ihe ruru unu na ntọha-
pụ, e, unu guzoro nke ọma,
dịka a ga-asị na aka nke otu chi
kwadoro unu, na nchekwa nke
ntọhapụ unu, na arịa unu, na
mba unu, ma-ọbụ ihe ahụ nke
unu na-akpọ otu ahụ.
3 Ma o yiri m ihe ọmiko, onye
a ma ama karịchaa Lakoniọs,
na unu ga-adị nzuzu otu a na
ihe-efu nke iche na unu ga-enwe
ike iguzogide ọtụtụ ndị nwoke
na-enweghị egwu otu a ndị nọ
n'okpuru ọchịchị m, ndị nọ
ugbua n'oge a na-eguzo na
ngwa-agha ha nile, ma jiri obi
ịnụ ọkụ na-eche okwu ahụ—
Gbada nọkwasị ndị Nifaị ma
bibie ha.
4 Ma mụ, ebe m matara maka
mụọ ha na-anaghị emeri emeri,
ebe m chọpụtaworo ha n'ọgbọ
agha, na ebe m mataworo maka
ịkpọ-asị mgbe nile na-adigide

15*b* 2 Nif. 5:21; 30:6; Jekọb 3:8.
19*a* Alma 60:29.

ha n'ebe unu nọ n'ihi ọtụtụ mmejọ nke unu meworo ha, ya mere ọbụrụ na ha ga-agbadata imegide unu ha ga-eji mbibi kpam kpam leta unu.

5 Ya mere edewo m akwụkwọ-ozi a, na-arachị ya n'aka nke m, na-enwe mmetụta maka ọdịmma unu, n'ihi ịkwusi ike unu n'ihe ahụ nke unu kwere na ọ bụ ezi-okwu, na mụọ unu a ma ama n'ọgbọ agha.

6 Ya mere ana m e dere gị, na-achọsị ike na unu ga-arara nye ndị m nke a, obodo-ukwu unu nile, ala unu nile, na ihe onwunwe unu nile, karịa na ha ga-eji mma agha leta unu ma na mbibi ga-abịakwasị unu.

7 Ma-ọbụ n'okwu ndị ọzọ, rara onwe unu nye anyị, ma jikọta nụ onwe unu na anyị ma mata [a]ọrụ nzuzo anyị nile ma ghọọ ụmụnne anyị nwoke ka unu wee dịka anyị—ọbụghị ndị oru anyị, kama ụmụnne anyị nwoke na ndị anyị na ha soro nwere ihe anyị nile.

8 Ma lee, [a]añụọrọ m gị iyi, ọbụrụ na i mee nke a, jiri iñụ-iyi, a gaghị ebibi gị; mana ọbụrụ na ị gaghị eme nke a, añụọrọ m gị iyi jiri ịñụ-iyi, na n'ọnwa ọzọ aga m enye iwu na ndị-agha m ga-agbadata imegide unu, ma ha agaghị ejideghachị aka ha ma ha agaghị edebe, kama ha ga-egbu unu, ma ha ga-eme ka mma agha ahụ dakwasị unu ọbụna ruo mgbe unu na-agaghị adị kwa ọzọ.

9 Ma lee, abụ m Gịdianhaị; ma abụ m onye-ọchịchị nke [a]otu-nzuzo nke a nke Gadiantọn; otu nke na ọrụ ahụ nile dị na ya m matara na ha dị [b]mma; ma ha bụ nke [c]mgbe ochie ma e nyedatawo ha nye anyị.

10 Ma ana m edegara gị akwụkwọ ozi a, Lakoniọs, ma enwere m olile-anya na ị ga-enyepụlite ala gị nile na ihe onwunwe gị nile, na-enweghị ịkwafu ọbara, ka ndị m nke a nwe ike nwetaghachị ihe nile ruru ha na ọchịchị, ndị ghọtahịeworo pụọ site n'ebe unu nọ n'ihi ajọọ-omume unu n'idota site n'aka ha ihe nile ruru ha nke ọchịchị, ma maọbụghị na unu mere nke a, aga m abọ ọbọ mmejọ ha nile. Abụ m Gịdianhaị.

11 Ma ugbua o wee ruo mgbe Lakoniọs natara akwụkwọ-ozi a, ọ tụrụ ya n'anya karịa, n'ihi atụghị-egwu nke Gịdianhaị ji ikike na-arịọ onwunwe nke ala nke ndị Nifaị, na kwa nke ịmaja ndị ahụ na ịbọ ọbọ mmejọ nile nke ndị ahụ na-anatabeghị mmejọ ọbụla, ma ọbụghị na ha [a]emejọwo onwe ha site na nghọtahie pụọ gakwuru ndị ajọọ-omume ahụ na ndị ori rụrụ arụ.

12 Ugbua lee, Lakoniọs a, onye-ọchịchị, bụụrụ onye eziomume, ma e nweghị ike iyi ya egwu site na arịrịọ ikike nile na mmaja nile nke [a]onye ori; ya mere, ọ ñaghị ntị n'akwụkwọ-ozi nke Gịdianhaị, onye-ọchịchị nke ndị ori ahụ, mana o

**3** 7*a* Hil. 6:22–26.
8*a* Ita 8:13–14.
9*a* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
*b* Alma 30:53.
*c* Hil. 6:26–30; Moses 5:29, 49–52.
11*a* Hil. 14:30.
12*a* Alma 54:5–11; 3 Nif. 4:7–10.

mere ka ndị ya kpọkuo Onye-
nwe maka ume n'oge ahụ mgbe
ndị ori ahụ ga-agbadata imegi-
de ha.
13 E, ọ zigara ịma ọkwa n'etiti
ndị ahụ nile, ka ha wee kpọkọ-
ta ndịnyom ha ọnụ, na ụmụ ha,
igwe-anụ ha na igwe-anụmanụ
ha, na ihe onwunwe ha nile,
ewezuga ala ha, n'otu ebe.
14 Ma o mere ka e wuo ebe
ewusiri ike nile gburu-gburu
ha, ma isi ike ya ga-adị ukwuu
karịa. Ma o mere ka ndị-agha,
ma nke ndị Nifaị ma nke ndị
Leman, ma-ọbụ nke ndị nile a
gụnyere n'etiti ndị Nifaị, a ga-
edebe ha dịka ndị nche gburu-
gburu ilekọta ha, na iche ha
nche maka ndị ori ahụ ehihie
na abalị.
15 E, ọ siri ha: Dịka Onye-nwe
na-adị ndụ, ma ọbụghị na unu
chegharịrị site na ajọọ-omume
unu nile, ma kpọkuo Onye-
nwe, ọdịghị otu a ga-esi napụta
unu site n'aka nile nke ndị-ori
Gadiantọn ahụ.
16 Ma oke nnukwu na ịtụ-n'a-
nya ka okwu nile na ibu-amụ-
ma nile nke Lakoniọs dị na ha
mere ka egwu bịakwasị ndị
ahụ nile; ma ha tinyere onwe
ha n'ezigbo ọrụ n'ike ha ime
dịka okwu nile nke Lakoniọs
siri dị.
17 Ma o wee ruo na Lakoniọs
họpụtara ndị-isi ọchị-agha na-
achị ndị-agha nile nke ndị Nifaị,
idu ha n'oge mgbe ndị-ori ahụ
ga-agbadata site n'ọzara ahụ
pụta imegide ha.
18 Ugbua onye kachasịrị bụrụ
onye-isi n'etiti ndị-isi ọchị-agha
nile na onye-isi-agha nnukwu
ndị-agha nile nke ndị Nifaị a
họpụtara ya, ma aha ya bụụrụ
[a]Gịdgịdonaị.
19 Ugbua ọ bụụrụ omenala
n'etiti ndị Nifaị nile ịhọpụtara
ndị-isi ọchị-agha ha, (ma ọbụ-
ghị n'oge nile nke ajọọ-omume
ha) otu onye nke nwere mụọ
nke mkpughe na kwa [a]ibu-amụ-
ma, ya mere, Gịdgịdonaị a bụụ-
rụ nnukwu onye-amụma n'etiti
ha, dịka ọ bụ kwa onye-isi-ikpe.
20 Ugbua ndị ahụ sịrị Gịdgịdo-
naị: Kpee ekpere nye Onye-nwe,
ma ka anyị galite n'elu ụgwụ-
ukwu nile ahụ na n'ime ọzara
ahụ, ka anyị wee dakwasị ndị-
ori ahụ ma bibie ha n'ala ndị
nke ha.
21 Mana Gịdgịdonaị gwara
ha: Onye-nwe [a]ekwela; n'ihi na
ọbụrụ na anyị ga-agbago ime-
gide ha Onye-nwe [b]ga-arara
anyị nye n'aka ha, ya mere anyị
ga-ejikere onwe anyị n'etiti ala
anyị nile, ma anyị ga-akpọkọta
ndị-agha anyị nile ọnụ, ma anyị
agaghị aga imegide ha, kama
anyị ga-echere ruo mgbe ha ga-
abịa imegide anyị; ya mere
dịka Onye-nwe na-adị ndụ,
ọbụrụ na anyị mee nke a ọ ga-
arara ha nye n'aka anyị.
22 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
na asaa, na ngwụcha nke afọ
ahụ, ịma-ọkwa nke Lakoniọs
ahụ agagharịwo n'akụkụ iru
nile nke ala ahụ, ma ha akpọrọ-
wo ịnyịnya ha nile, na ụgbọ-ala
ha nile, na igwe-ehi ha, na igwe-
anụ ha nile, na igwe-anụmanụ

18*a* 3 Nif. 6:6.
19*a* NGAN Buo Amụma, Ibu-amụma.
21*a* Alma 48:14.
*b* 1 Sam. 14:12.

ha nile, na akụkụ-ubi ha, na ihe
onwunwe ha nile, ma zọrọ-ije
na puku puku ma na iri iri
puku, ruo mgbe ha nile garu-
woro ebe ahụ nke a họpụtawo-
ro na ha ga-akpọkọta onwe ha
ọnụ, ichekwa onwe ha megide
ndị-iro ha.
23 Ma ala ahụ nke a họpụtara
bụụrụ ala nke Zarahemla na
ala ahụ nke dị n'etiti ala nke
Zarahemla na ala nke Uju, e, ruo
n'oke nke dịịrị n'etiti ala nke Uju
na ala nke Ọ tọgbọrọ-n'efu.
24 Ma e nwere nnukwu
ọtụtụ puku ndị mmadụ ndị a
kpọrọ ndị Nifaị, ndị kpọkọtara
onwe ha ọnụ n'ala nke a.
Ugbua Lakoniọs mere ka ha
kpọkọta onwe ha ọnụ n'ala dị
na ndịda ndịda, n'ihi nnukwu
ọbụbụ-ọnụ nke dịịrị [a]n'ala dị
n'elu elu.
25 Ma ha wugidesiri onwe ha
ike megide ndị-iro ha; ma ha
biri n'otu ala, na n'otu otu, ma
ha tụrụ egwu okwu nile nke
Lakoniọs kwuworo, nke mere
na ha chegharịrị site na mme-
hie ha nile; ma ha kpere ekpere
ha nye Onye-nwe Chineke ha,
ka ọ [a]napụta ha n'oge nke ndị-
iro ha ga-agbadata imegide ha
na agha.
26 Ma ha nwere mwute karịa
n'ihi ndị-iro ha. Ma Gịdgịdonaị
mere ka ha mee [a]ngwa-ọgụ nile
nke agha n'ụdị ọbụla, ma ha
ga-esi ike jiri ngwa-ọgụ, ma jiri
ihe-ize mgbọ, ma jiri ihe-ize-
mgbọ nta nile, dịka ụdị nkuzi
nke ya siri dị.

## ISI 4

*Ndị-agha ndị Nifaị wee merie ndị-ori Gadiantọn — E gburu Gịdianhaị, ma onye nnọchị-anya ya, Zemnaraịha, akwugburu ya — Ndị Nifaị wee too Onye-nwe maka mmeri ha nile. Ihe dịka afọ 19 ruo 22 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na ngwụcha nke
afọ nke iri na asatọ ndị-agha
nile nke ndị-ori ahụ ejikerewo
maka agha, ma malite ịgbadata
na-ịbịa n'ike site n'ugwu-nta
nile ahụ, ma pụta site n'ugwu
ukwu nile, ma n'ọzara, na ebe
ewusịrị-ike ha nile, na ebe nzu-
zo ha nile, ma malite iwere
onwunwe nke ala ahụ nile ma
ndị dị n'ala dị na ndịda-ndịda
ma ndị dị n'ala dị n'elu-elu, ma
malite iwere onwunwe nke ala
ahụ nile nke ndị Nifaị [a]hapụ-
woro, na obodo-ukwu nile ahụ
a hapụworo ka ha tọgbọrọ n'efu.
2 Mana lee, e nweghị anụ
ọhịa ọbụla ma-ọbụ anụ-ịchụ-nta
n'ala ndị ahụ nile nke ndị Nifaị
hapụwororịị, ma enweghị anụ-
ịchụ-nta dịrị ndị-ori ahụ nile
ma ọbụghị n'ime ọzara ahụ.
3 Ma ndị-ori ahụ enweghị ike
ịnọ ma ọbụghị n'ime ọzara ahụ,
n'ihi enweghị nri; n'ihi na ndị
Nifaị ahapụwo ala ha nile ka ha
tọgbọrọ n'efu, ma ha achịkọta-
wo igwe-anụ ha na igwe-anụ-
manụ ha na ihe onwunwe ha
nile, ma ha nọkọtara n'otu ìgwè.
4 Ya mere, e nweghị ohere
maka ndị-ori ahụ ịpụnara ihe na

24*a* Alma 22:31.
25*a* NGAN Ntụkwasị-obi.
26*a* 2 Nif. 5:14.
**4** 1*a* 3 Nif. 3:13–14, 22.

inweta nri, ma ọbụghị ịbịalite n’agha n’ebe ghere oghe megide ndị Nifaị; ma ndị Nifaị ebe ha nọ n’otu ìgwè, ma ebe ha nwere nnukwu ọnụ-ọgụgụ dị otu a, ma ebe ha dokwaworo ihe-oriri nile nye onwe ha, na ịnyịnya nile na igwe-ehi, na igwe-anụ n’ụdị ọbụla, ka ha wee dị ruo afọ asaa, n’ime oge nke ha nwere olile-anya ibibipụ ndị-ori ahụ site n’elu iru nke ala ahụ, ma otu a ka afọ nke iri na asatọ siri gafee.

5 Ma o wee ruo na n’afọ nke iri na iteghete Gịdianhaị chọpụtara na ọ dịịrị mkpa na ya ga-agalite n’agha imegide ndị Nifaị, n’ihi na e nweghị ụzọ nke ha ga-enwe ike ibi ma ọbụghị na ọ bụ ịpụnara ihe ma zuo ori ma gbuo mmadụ.

6 Ma ha anwaghị-anwa ịgbasa onwe ha n’elu iru nke ala ahụ nke ga-eme ka ha nwee ike zụlite akụkụ-ubi, eleghị anya ndị Nifaị abịakwasị ha ma gbuo ha, ya mere Gịdianhaị nyere ndị-agha ya nile iwu na n’afọ nke a ha ga-agalite n’agha megide ndị Nifaị.

7 Ma o wee ruo na ha bịalitere n’agha; ma ọ bụụrụ n’ọnwa nke isii; ma lee, nnukwu na oke egwu ka ụbọchị ahụ dịịrị nke ha bịalitere n’agha; ma ha kere ekike n’ụdị ekike nke ndị-ori; ma ha nwere akpụkpọ Nwaatụrụ gburu gburu ukwu ha, ma e tejiri ha n’ọbara, ma a kpụrụ isi ha akpụ, ma ha kpugidere ha epekele mkpuchi-isi ha; ma nnukwu na oke egwu ka ụdịdị nke ndị-agha nile nke Gịdianhaị ahụ dịịrị, n’ihi ngwa-agha ha, na n’ihi nteji e tejiri ha n’ọbara.

8 Ma o wee ruo na ndị-agha nile nke ndị Nifaị, mgbe ha hụrụ ụdịdị nke ndị-agha nke Gịdianhaị, ha nile a dawọrịị n’ala, ma welitere mkpọku ha nile nye Onye-nwe Chineke ha, na ọ ga-edebe ha ma napụta ha site n’aka nile nke ndị-iro ha.

9 Ma o wee ruo na mgbe ndị-agha nile nke Gịdianhaị hụrụ nke a ha malitere iti mkpu n’otu olu na-adasike, n’ihi ọñụ ha, n’ihi na ha echewọrịị na ndị Nifaị adawọrịị n’ịtụ egwu n’ihi oke egwu ha tụrụ maka ndị-agha ha nile.

10 Mana n’ihe nke a ha enwetaghị ihe ha bu n’obi, n’ihi na ndị Nifaị atụghị ha egwu; mana ha [a]tụrụ egwu Chineke ha ma rịọ ya maka nchekwa; ya mere, mgbe ndị-agha nile nke Gịdianhaị bịakwasịrị ha n’ike ha nọ na njikere izute ha; e, n’ume nke Onye-nwe ha nabatara ha.

11 Ma agha ahụ malitere n’ọnwa nke a bụ nke isii; ma nnukwu na oke egwu ka agha ahụ dịịrị n’ebe ahụ, e, nnukwu na oke egwu ka ogbugbu ahụ dịịrị n’ebe ahụ, nke mere na e nweghị mgbe a matara nnukwu ogbugbu dị otu a n’etiti ndị nke Lihaị ahụ nile site n’oge ọ hapụrụ Jerusalem.

12 Ma na-agbanyeghị [a]mmaja nile ahụ na iñụ-iyi nile ahụ nke Gịdianhaị meworo, lee, ndị Nifaị meriri ha, nke mere na ha daghachiri azụ site n’iru ha.

10*a* NGAN Egwu, Ịtụ-egwu. | 12*a* 3 Nif. 3:1–10.

13 Ma o wee ruo na [a]Gịdgịdonaị nyere iwu na ndị-agha ya nile ga-achụ ha ruo oke-ala nile nke ọzara ahụ, ma na ha ekwesịghị idebe onye ọbụla nke ga-adaba n'aka ha n'ụzọ; ma otu a ha chụrụ ha ma gbuo ha, ruo n'oke-ala nile nke ozara ahụ, ọbụna ruo mgbe ha mezuworo iwu nke Gịdgịdonaị.

14 Ma o wee ruo na Gịdianhaị, onye guzoworo ma lụọ-ọgụ na-atụghị egwu, a chụrụ ya ọsọ dịka ọ na-agbalaga; ma ebe ike gwụrụ ya n'ihi nnukwu ịlụ-ọgụ ya a chụfere ya ma gbuo ya. Ma nke a bụ ngwụcha nke Gịdianhaị onye-ori.

15 Ma o wee ruo na ndị-agha nile nke ndị Nifaị laghachịkwara ọzọ n'ebe nchekwa ha. Ma o wee ruo na afọ nke iri na iteghete nke a gafere, ma ndị ori ahụ abịaghị kwa ọzọ n'agha; ọbụghị ma ha bịara ọzọ n'afọ nke iri abụọ.

16 Ma n'afọ nke iri abụọ na otu ha abịaliteghị n'agha, mana ha bịalitere n'akụkụ nile ịgba ndị Nifaị gburu-gburu; n'ihi na ha chere na ọbụrụ na ha ga-ebepụ ndị nke Nifaị site n'ịbịa n'ala ha nile, ma ha ga-akpachị ha n'akụkụ nile, ma ọbụrụ na ha ga-ebepụ ha site na ohere ha nile pụtara ìhè, na ha nwere ike ime ka ha rara onwe ha nye dịka ọchịchọ ha nile siri dị.

17 Ugbua ha ahọpụtaworo onwe ha onye-ndu ọzọ, onye aha ya bụụrụ Zemnaraịha; ya mere ọ bụụrụ Zemnaraịha mere ka ndị-agha-ịgba gburu-gburu a bụrụ ihe ga-eme.

18 Mana lee, nke a bụụrụ uru nye ndị Nifaị ahụ; n'ihi na o kweghị ndị-ori ahụ omume ịgba gburu-gburu ogologo oge zuru-oke iji nweta ihe mmekụta n'arụ ndị Nifaị, n'ihi nnukwu ihe-oriri ndị nke ha debesịworo,

19 Ma n'ihi ezughị-ezu nke ihe-oriri nile n'etiti ndị-ori ahụ; n'ihi na lee, ha enweghị ihe ọbụla ma ọbụghị anụ maka ịdị ndụ ha, bụ anụ nke ha nwetara n'ime ọzara ahụ;

20 Ma o wee ruo na [a]anụ-ọhịa ahụ kọrọ ụkọ n'ọzara ahụ nke mere na ndị-ori ahụ fọdụrụ ntakịrị ka ha nwụọ site na agụụ.

21 Ma ndị Nifaị ahụ nọọrọ na-azọpụta ije esepụghị-aka ma n'ehihie ma n'abalị ma na-adakwasị ndị-agha ha nile, ma na-ebepụ ha na puku na puku ma na iri nile nke puku.

22 Ma otu a ọ bụụrụ ọchịchọ nke ndị Zemnaraịha ahụ iwezuga onwe ha site n'atụmatụ ha, n'ihi nnukwu mbibi nke bịakwasịrị ha n'abalị na n'ehihie.

23 Ma o wee ruo na Zemnaraịha nyere ndị ya iwu ka ha wezuga onwe ha site n'agha-ịgba gburu-gburu ahụ, ma zọga ije n'ebe kachasị tee anya nke ala ahụ dị n'elu-elu.

24 Ma ugbua, Gịdgịdonaị ebe ọ matara maka atụmatụ ha, ma ebe ọ matara maka adịghị-ike ha n'ihi enweghị nri, na nnukwu ogbugbu nke e meworo n'etiti ha, ya mere ọ zipuru ndị-agha ya nile n'oge abalị, ma

13*a* 3 Nif. 3:18.
20*a* 1 Nif. 18:25.

bepụ ụzọ nke ịlaghachi-azụ ha,
ma debe ndị-agha ya nile n'ụzọ
nke nlaghachị-azụ ha.
25 Ma nke a ka ha mere n'oge
abalị, ma zọrọ-ije ha gafee ndị-
ori ahụ, nke mere na n'echi
ya, mgbe ndị-ori ahụ malitere
ịzọ-ije ha, ndị-agha nke ndị
Nifaị zutere ha ma n'iru ha ma
n'azụ ha.
26 Ma ndị-ori ahụ nọ na ndị-
da-ndịda e bepụ kwara ha
n'ebe nile nke mgbaghachị ha.
Ma ihe nile ndị a e mere ha site
n'iwu nke Gịdgịdonaị.
27 Ma e nwere ọtụtụ puku
puku ndị raara onwe ha nye
ndị-mkpọrọ n'aka ndị Nifaị, ma
ndị fọdụrụ n'ime ha e gburu ha.
28 Ma onye-ndu ha, Zemna-
raịha, a kpọọrọ ya kwụgbuo ya
n'elu osisi, e, ọbụna n'elu ya ruo
mgbe ọ nwụrụ. Ma mgbe ha
kwụgbuworo ya ruo mgbe ọ
nwụrụ ha gbudara osisi ahụ
n'ala, ma tie n'olu na-adasike,
na-asị:
29 Ka Onye-nwe chekwaa ndị
ya n'ezi-omume na n'idi nsọ nke
obi, ka ha wee mee ka e gbuda
n'ala ndị nile ga-achọ igbu ha
n'ihi ike na ntụgwa nzuzo nile,
ọbụna dịka e sịworo gbuda
nwoke a n'ala.
30 Ma ha ñụrịrị ọñụ ma
tie kwa ọzọ n'otu olu, na-asị:
Ka [a]Chineke nke Abraham, na
Chineke nke Aịsak, na Chineke
nke Jekọb, chekwaa ndị a
n'ezi-omume, oge nile nke ha
[b]ga-akpọ n'aha nke Chineke ha
maka nchekwa.
31 Ma o wee ruo na ha malite-
re, ha nile dịka otu, n'ịbụ-abụ,
na [a]ito Chineke ha n'ihi nnukwu
ihe nke o mewooro ha, n'iche-
kwa ha site n'ịdaba n'aka nile
nke ndị iro ha.
32 E, ha tiri: [a]Hosana dịrị
Chineke Kachasị Elu. Ma ha tiri:
Ngọzi na-adịrị aha nke Onye-
nwe Chineke [b]Pụrụ Ime Ihe nile,
Chineke Kachasị Elu.
33 Ma obi ha nile jupụtara
n'ọñụ, ruo n'ịwụpụta ọtụtụ
anya-mmiri, n'ihi nnukwu ịdị-
mma nke Chineke n'ịnapụta ha
site n'aka nile nke ndị-iro ha;
ma ha matara na ọ bụụrụ n'ihi
nchegharị ha na ịdị-umeala ha
ka e jiworo napụta ha site na
mbibi mgbe nile na-adigide.

## ISI 5

*Ndị Nifaị wee chegharịa ma hapụ mmehie ha nile—Mọmọn wee dee akụkọ nke ndị ya ma kwupụtara ha okwu mgbe nile na-adigide ahụ—A ga-ekpọkọbata Israel site n'ogologo oge mgbasasị ya. Ihe dịka afọ 22 ruo 26 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua lee, e nweghị otu
mkpụrụ-obi dị ndụ n'etiti ndị
nke ndị Nifaị nile ndị nwere
ntakịrị obi abụọ n'okwu nile
nke ndị-amụma ahụ nile dị nsọ
kwuworo; n'ihi na ha matara
na ọ ga-adịrịrị mkpa na a ga-
emezurịrị ha.
2 Ma ha matara na ọ ga-adịrịrị
mkpa na Kraịst abịawo, n'ihi

30*a* Alma 29:11.
*b* Ita 4:15.
31*a* Alma 26:8.
NGAN Ekele, Inye-ekele, Ju-n'ekele.
32*a* NGAN Hosana.
*b* 1 Nif. 1:14.
NGAN Chineke, Chi-ukwu.

ọtụtụ ihe iriba-ama nile ndị ahụ
nke e nyeworo, dịka okwu nile
nke ndị-amụma ahụ siri dị; na
maka ihe ndị ahụ nke meworọrịị
ha matara na ọ ga-abụrịrị na ihe
nile ga-eme dịka ihe ahụ nke e
kwuworo siri dị.
3 Ya mere ha hapụrụ mmehie
ha nile, na ihe arụ ha nile, na
akwụnakwụna ha nile, ma jeere
Chineke ozi jiri mgbalị ehihie na
abalị.
4 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe ha kpọrọworo ndị-ori
nile ahụ ndị-mkpọrọ, nke mere
na ọdịghị onye ọbụla gbapụrụ
bụ onye ana-egbughị, ha tụbara
ndị-mkpọrọ ha nile n'ụlọ-
mkpọrọ, ma mee ka e kwusaa-
ra ha ozi-ọma; ma ka ha ra bụ
ndị ga-echeghari site na mmehie
ha nile ma baa n'ime ọgbụgba-
ndụ na ha agaghị egbu kwa
mmadụ ọzọ a hapụrụ ha na
[a]ntọhapụ.
5 Mana ka ha ra bụ ndị na-
abaghị n'ime ọgbụgba-ndụ, na
ndị ka nọ na-aga n'iru inwe
igbu-mmadụ nzuzo n'ime obi
ha, e, ka ha ra e nwetara na-
ekupụta ume mmaja nile megi-
de ụmụnne ha nwoke a mara
ha ikpe ma taa ha ahụhụ dịka
iwu siri dị.
6 Ma otu a ha wetara na
ngwụcha ihe ajọọ-omume nile,
na ihe nzuzo, na ihe ntụgwa
nile rụrụ-arụ n'ime nke e nwere
nnukwu ajọọ-omume, na ọtụtụ
igbu-mmadụ e mere.
7 Ma otu a ka [a]iri afọ abụọ na
abụọ sịworo gafee, na kwa iri
afọ abụọ na atọ, na nke iri abụọ
na anọ, na nke iri abụọ na ise;
ma otu a ka iri afọ abụọ na ise
sịworo gafee.
8 Ma e nwere ọtụtụ ihe mewo-
ro nke, n'anya ndị ụfọdụ, ga-adị
nnukwu na ịtụ-n'anya; otu o
sila dị, a gaghị edecha ha nile
n'akwụkwọ a; e, akwụkwọ a
agaghị enwe ike ịbata ọbụna
[a]otu ụzọ n'ụzọ otu narị akụkụ
nke ihe e mere n'etiti ọtụtụ
ndị mmadụ n'ohere nke iri afọ
abụọ na ise.
9 Mana lee e nwere [a]akụkọ-
ndekọta ndị nke ka o-siri-gaa
nile nke ndị a dị n'ime ya; ma
nke karịrị nke-nke mana nkọwa-
sị ezi-okwu, Nifaị nyere ya.
10 Ya mere emewo m akụkọ-
ndekọta m nke ịhe nile dịka
akụkọ-ndekọta nke Nifaị siri dị,
nke a kanyere n'epekele nile a
kpọrọ epekele nke Nifaị.
11 Ma lee, ana m eme akụkọ-
ndekọta ahụ n'epekele nile ndị
m meworo n'aka nke m.
12 Ma lee, a na-akpọ m
[a]Mọmọn, ebe a kpọrọ m n'ihi
[b]ala nke Mọmọn, ala ahụ n'ime
nke Alma hiwere nzukọ-nsọ
ahụ n'etiti ndị ahụ, e, nzukọ-nsọ
mbụ ahụ nke e hiwere n'etiti ha
n'ihi njehie ha.
13 Lee, abụ m onye-na-eso ụzọ
nke Jisus Kraịst, Ọkpara nke
Chineke. Ọ kpọwo m ikwupụta
okwu ya n'etiti ndị ya, ka ha
wee nwee ndụ mgbe nile na-
adigide.
14 Ma ọ dịwo mkpa na
mụ, dịka ọchịchọ nke Chineke
siri dị, na ekpere nile nke ndị
ahụ gafeworo, ndị bụụrụ ndị

**5** 4*a* NGAN Ntọhapụ.
7*a* 3 Nif. 2:8.
8*a* 3 Nif. 26:6–12.
9*a* Hil. 3:13–15.
12*a* Mọm 1:1–5.
*b* Mosa. 18:4; Alma 5:3.

nsọ, ekwesịrị imezu ha dịka
okwukwe ha siri dị, kwesịrị ime
[a]akụkọ-ndekọta nke ihe ndị a
nke e meworo —
15 E, ntakịrị akụkọ-ndekọta
nke ihe ahụ nke meworọrịị site
n'oge nke Lihaị hapụrụ Jerusa-
lem, ọbụna gbada ruo oge
ugbua.
16 Ya mere ana m eme akụkọ-
ndekọta m site n'akụkọ-ndepụ-
ta nile nke ndị ahụ buru m ụzọ
nyeworo, ruo na mmalite nke
ụbọchị m;
17 Ma mgbe ahụ ana m eme
[a]akụkọ-ndekọta nke ihe ndị ahụ
m jiworo anya m abụọ hụ.
18 Ma ama m akụkọ-ndekọta
nke m mere na ọ bụ ihe ziri-ezi
na akụkọ-ndekọta bụ ezi-okwu;
otu o sila dị e nwere ọtụtụ ihe
ndị, dịka asụsụ anyị siri di, anyị
enweghị ike [a]ide.
19 Ma ugbua abịa m na ngwụ-
cha nke ihe m na-ekwu, nke bụ
maka onwe m, ma gaa n'iru
inye nkọwasị maka ihe nile ndị
dịworo tutu a mụọ m.
20 Abụ m Mọmọn, na nwa
agbụrụ nke Lihaị n'enweghị
ntụpụ. Enwere m ihe kpatara
m ịgọzi Chineke m na Onye-
nzọpụta m Jisus Kraịst, na ọ
kpọpụtara nna anyị ha site n'ala
nke Jerusalem, (ma [a]ọdịghị onye
matara ya ma ọbụghị ya n'onwe
ya na ndị ahụ ọ kpọpụtara site
n'ala ahụ) ma na o nyewo mụ
na ndị m nnukwu mmụta ruo na
nzọpụta nke mkpụrụ-obi anyị
nile.
21 N'ezie ọ gọziwo [a]ụlọ
nke [b]Jekọb, ma na-emewororị
mkpụrụ-afọ nke Josef [c]ebere.
22 Ma [a]ebe ọ bụ na ụmụ nke
Lihaị edebewo iwu-nsọ ya nile
ọ gọziwo ha ma nye ha ime nke-
ọma dịka okwu ya siri dị.
23 E, ma n'ezie ọ ga-akpọta
[a]ụfọdụ nke mkpụrụ-afọ nke
Josef ọzọ [b]n'ọmụma nke Onye-
nwe Chineke ha.
24 Ma dịka n'ezie na Onye-
nwe na-adị ndụ, ka ọ [a]ga-akpọ-
kọta bata site n'akụkụ anọ
nile nke ụwa nke mkpụrụ-afọ
nile nke Jekọb fọdụrụ, ndị e
kposasịrị na mba-ọzọ n'elu iru
nke ụwa.
25 Ma dịka ọ gbaworo-ndụ ya
na ụlọ nile nke Jekọb, ọbụna otu
ahụ ka ọgbụgba-ndụ ahụ nke o
jiworo gbaa-ndụ ya na ụlọ nke
Jekọb ga-emezu mgbe oge nke
ya ruru, ruo [a]n'iwetaghachi ụlọ
nile nke Jekọb na mmata nke
ọgbụgba-ndụ ahụ ya na ha
gbaworo.
26 Ma mgbe ahụ ka ha [a]ga-
amata Onye-mgbapụta ha, nke
bụ Jisus Kraịst, Ọkpara nke
Chineke; ma mgbe ahụ ka a ga-
akpọkọta ha bata site n'akụkụ
anọ nile nke ụwa ruo n'ala nke
aka ha nile, site n'ebe nke e si-
woro kposasịa ha; e, dịka Onye-
nwe na-adị ndụ otu ahụ ka ọ
ga-adị. Amen.

---

14*a* Inọs 1:13–18; OznỌd. 3:19–20.
17*a* Mọm 1:1.
18*a* Ita 12:25.
20*a* 1 Nif. 4:36.
21*a* NGAN Israel.
*b* Jen. 32:28.
*c* Deut. 33:13–17.
22*a* 2 Nif. 1:20.
23*a* Alma 46:24.
*b* 2 Nif. 3:12.
24*a* NGAN Israel— Mkpokọta nke Israel.
25*a* 3 Nif. 16:5.
26*a* 2 Nif. 30:5–8; 3 Nif. 20:29–34.

## ISI 6

*Ndị nke Nifaị wee mee nke-ọma—Mpako, akụ, na ịrọ-otu wee malite—E kewasịrị Nzukọ-nsọ ahụ site na nghọtahie—Setan duru ndị ahụ na nnupụ-isi pụtara ìhè—Ọtụtụ ndị-amụma kwusara nchegharị ma e gburu ha—Ndị gburu ha gbara izu ịweghara ọchịchị ahụ. Ihe dịka afọ 26 ruo 30 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na ndị nke ndị Nifaị laghachịrị ha nile n'ala nke aka ha nile n'afọ nke iri abụọ na isii, nwoke ọbụla ya na ezi na ụlọ ya, igwe anụ ya nile na igwe anụmanụ ya nile, ịnyịnya ya nile na igwe-ehi ya, na ihe nile ọbụla bụ nke ha.
2 Ma o wee ruo na ha ericha-beghị ihe-oriri ha nile; ya mere ha were nye onwe ha ihe nile ha na-erichabeghị site n'akụkụ-ubi ha nile n'ụdị ọbụla, na ọla-edo ha, na ọla-ọcha ha, na ihe ha nile dị oke-ọnụ-ahịa, ma ha lagha-chiri n'ala nke aka ha nile na ihe onwunwe ha nile, ma n'akụkụ elu-elu ma n'akụkụ ndịda-ndị-da, ma n'ala dị n'elu-elu ma n'ala dị na ndịda-ndịda.
3 Ma ha nyere ndị-ori nile ahụ ndị baworo n'ime ọgbụgba-ndụ idebe udo nke ala ahụ, ndị nwere ọchịchọ ịbụ ndị Leman, ala, dịka ọnụ-ọgụgụ ha nile siri dị, ka ha wee nwee, site n'ọrụ aka ha nile, ebe ha ga-esi nweta ihe ha ji adị ndụ; ma otu a ha hiwere udo n'ala ahụ.
4 Ma ha malitere ọzọ ime nke-ọma na ibawanye nnukwu; ma afọ nke iri abụọ na isii na asaa gafere, ma e nwere nnukwu usoro n'ala ahụ; ma ha emewo iwu ha nile dịka ahata-aha na izi-ezi siri dị.
5 Ma ugbua o nweghị ihe ọbụla dị n'ala ahụ nile ga egbochi ndị ahụ ime nke-ọma esepụghị-aka, ma ọbụghị na ha ga-adaba n'ime njehie.
6 Ma ugbua ọ bụụrụ Gịdgịdo-naị, na onye-ikpe ahụ, Lakoniọs, na ndị ahụ ahọpụtaworo ndị ndu, bụ ndị hiweworo nnukwu udo a n'ala ahụ.
7 Ma o wee ruo na e nwere ọtụtụ obodo-ukwu e wuru ọhụ-rụ, ma e nwere ọtụtụ obodo-ukwu ochie e wugharịrị.
8 Ma e nwere ọtụtụ okporo-ụzọ e wulitere, na ọtụtụ ụzọ e mere nke duru site n'obodo-ukwu ruo n'obodo-ukwu, na site n'ala ruo n'ala, na site n'ebe ruo n'ebe.
9 Ma otu a ka afọ nke iri abụọ na asatọ siri gafee, ma ndị ahụ nwere udo esepụghị-aka.
10 Mana o wee ruo n'afọ nke iri abụọ na iteghete a malitere inwe ịrụ-ụka n'etiti ndị ahụ; ma ụfọdụ buliri onwe ha elu nye [a]mpako na itu-ọnụ nile n'ihi nnukwu ụba ha karịrị akarị, e, ọbụna ruo na nnukwu inye nso-gbu nile;
11 N'ihi na e nwere ọtụtụ ndị ọzụ-ahịa ukwu n'ala ahụ, na kwa ọtụtụ ndị ọka-iwu, na ọtụtụ ndị-ọrụ.
12 Ma a malitere igosi ihe dị iche na ndị ahụ site n'ọkwa nile, dịka [a]akụ na ụba ha nile na ohe-re ha maka ọmụmụ ihe siri dị;

**6** 10*a* NGAN Mpako.
12*a* 1 Tim. 6:17–19; Hil. 4:12.

e, ụfọdụ nọọrọ n'amaghị-ama n'ihi ogbenye ha, ma ndị ọzọ natara nnukwu ọmụmụ-ihe n'ihi akụ na ụba ha nile.

13 Ụfọdụ buliri onwe ha elu na mpako, ma ndị ọzọ dị umeala karịa; ụfọdụ kwụghachịrị ịkpọ-iyi n'ọnọdụ ịkpọ-iyi, ebe ndị ọzọ ga-anata ịkpọ-iyi na [a]nsogbu na ụdị mkpagbu nile dị iche iche, ma ha agaghị atụgharị ma [b]kwuo okwu ọjọọ ọzọ, kama ha dị umeala nwee obi nchegharị n'iru Chineke.

14 Ma otu a e nwere nnukwu ahaghị-n'otu n'ala ahụ nile, nke mere na nzukọ-nsọ ahụ malitere ikewasị; e, nke mere na n'afọ nke iri atọ nzukọ-nsọ ahụ e kewasịrị ya n'ala ahụ nile ma ọbụghị n'etiti ndị Leman ole na ole ndị a gbanwere nye okwukwe nke ezi-okwu ahụ; ma ha achọghị isi n'ime ya pụọ, n'ihi na ha kwụsiri ike, ma kwesie ike, ma bụrụ akwaa akwụrụ, dị na njikere na [a]mgbalị nile idebe iwu-nsọ nile nke Onye-nwe.

15 Ugbua ihe kpatara ajọọ-omume nke a nke ndị ahụ bụụrụ nke a—Setan nwere nnukwu ike, ruo n'ịkpalite ndị ahụ ime ụdị ajọọ-omume ọbụla dị iche iche, na ịfụli ha elu na mpako, na-anwa ha ịchọ ike, na ikike, na ụba nile, na ihe efu nile nke ụwa.

16 Ma otu a ka Setan siri dufuo obi nile nke ndị ahụ ime ụdị ajọọ-omume nile dị iche iche; ya mere ha enwewo ọñụ udo nanị afọ ole na ole.

17 Ma otu a, na mmalite afọ nke iri atọ—ndị ahụ ebe anapụtaworo ha n'ohere nke ogologo oge ka [a]onwunwa nile nke ekwensu ahụ na-ebugharị ha ebe ọbụla nke ọ chọrọ ibụga ha, na-ime ajọọ-omume ọbụla ọ chọrọ ka ha mee—ma otu a na mmalite nke a, afọ nke iri atọ, ha nọọrọ n'ọnọdụ nke ajọọ-omume dị egwu.

18 Ugbua ha emeghị mmehie [a]na-amaghị-ama, n'ihi na ha matara ọchịchọ Chineke gbasara ha, n'ihi na a kuziworo ha ya rị; ya mere ha kpachapụrụ-anya [b]nupu-isi megide Chineke.

19 Ma ugbua ọ bụụrụ n'ụbọchị nile nke Lakoniọs, nwa nwoke nke Lakoniọs, n'ihi na Lakoniọs nọchịrị oche nke nna ya ma chịa ndị ahụ n'afọ ahụ.

20 Ma a malitere inwe ndịkom a [a]kwalitere mụọ ha site n'eluigwe ma zipụta, na-eguzo n'etiti ndị ahụ n'ala ahụ nile, na-ekwusa ozi-ọma na-agba-ama n'atụghị egwu maka mmehie nile na ajọọ-omume nile nke ndị ahụ, ma na-agbara ha ama gbasara mgbapụta ahụ nke Onye-nwe ga-eme maka ndị ya, ma-ọbụ n'okwu ndị ọzọ, mbilite-n'ọnwụ nke Kraịst; ma ha gbara-ama n'atụghị egwu maka [b]ọnwụ ya na ahụhụ ya nile.

13*a* NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.
*b* Mat. 5:39; 4 Ne. 1:34; OznỌd. 98:23–25.
14*a* NGAN Irusi-ọrụ Ike.
17*a* NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
18*a* Mosa. 3:11.
*b* NGAN Nnupụ-isi.
20*a* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ; Onye-amụma.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie; Mkpọgide n'Obe.

21 Ugbua e nwere ọtụtụ n'ime
ndị ahụ ndị iwe were karịa n'ihi
ndị ahụ gbara-ama maka ihe ndị
a; ma ndị ahụ were iwe kara
bụrụ ndị-isi-ikpe ahụ, na ndị
[a]buwororịị ndị isi nchụ-aja na
ndị ọka-iwu; e, ndị nile ahụ bụụ-
rụ ndị ọka-iwu, iwe were ha
n'ebe ndị ahụ gbara-ama maka
ihe ndị a nile nọ.
22 Ugbua e nweghị onye-ọka-
iwu ma-ọbụ ọka-ikpe ma-ọbụ
onye isi nchụ-aja nke nwere ike
ịma onye ọbụla ikpe ọnwụ ma
ọbụghị na amam-ikpe ha, onye-
ọchịchị nke ala ahụ etinyewo
aka n'akwụkwọ maka ya.
23 Ugbua e nwere ọtụtụ ndị
ahụ gbara-ama maka ihe ndị
gbasara Kraịst ndị gbara-ama
n'atụghị egwu, ndị nke ndị-
ikpe ahụ kpọọrọ ma gbuo ha na
nzuzo, na mmata nke ọnwụ ha
abịarughị onye-ọchịchị nke ala
ruo mgbe ha nwụchaworo.
24 Ugbua lee, nke a megidere
iwu nile nke ala ahụ, na a ga-
egbu onye ọbụla ma ọbụghị na
ha nwere ike site n'aka onye-
ọchịchị nke ala ahụ—
25 Ya mere mkpesa bịalitere
rute ala nke Zarahemla, ruo
onye-ọchịchị nke ala ahụ, me-
gide ndị-ikpe a ndị maworo
ndị-amụma nile nke Onye-nwe
ikpe ọnwụ, na-abụghị dịka iwu
ahụ siri dị.
26 Ugbua o wee ruo na a
kpọọrọ ha ma kpọlite ha n'iru
onye-ikpe ahụ, ka e kpee ha
ikpe maka imebi-iwu nke ha
meworo, dịka [a]iwu ahụ siri dị
nke ndị ahụ nyeworo.
27 Ugbua o wee ruo na ndị-
ikpe ahụ nwere ọtụtụ ndị enyị
na ebo nile; ma ndị fọdụrụ, e,
ọbụna ọfọdụrụ ntakịrị ka ọ
bụrụ ndị ọka-iwu nile na ndị isi
nchụ-aja nile, kpọkọtara onwe
ha ọnụ, ma dị n'otu ha na ebo
nile nke ndị-ikpe ahụ a ga-ekpe
ikpe dịka iwu siri dị.
28 Ma ha bara n'ime [a]ọgbụ-
gba-ndụ otu onye na ibe ya, e,
ọbụna n'ime ọgbụgba-ndụ ahụ
nke ndị mgbe ochie nyere,
ọgbụgba-ndụ nke e nyere ma
nye site na [b]ekwensu, ịtụgwa
megide ezi-omume nile.
29 Ya mere ha jikọtara megide
ndị nke Onye-nwe, ma baa
n'ime ọgbụgba-ndụ ibibi ha, na
ịnapụta ndị nke ikpe mara
maka igbu mmadụ site na nji-
desike nke ikpe-ziri-ezi, nke a
chọrọ iji leta ha dịka iwu ahụ
siri dị.
30 Ma ha mere ihe efu iwu na
ihe nile ruru mmadụ nke mba
ha; ma ha gbara-ndụ otu onye
na ibe ya ibibi onye-ọchịchị ahụ,
na idebe [a]onye-eze n'ala ahụ, ka
ala ahụ ghara ịdị kwa ọzọ na
ntọhapụ kama ka ọ dịrị n'o-
kpuru ndị-eze.

## ISI 7

*E gburu onye-isi-ikpe, e bibiri*
*ọchịchị ahụ, ma ndị ahụ kewara*
*n'agbụrụ n'agbụrụ—Jekọb, onye-*

21*a* OznỌd. 121:36–37.
NGAN Ngọnarị
Okwukwe.
26*a* Mosa. 29:25;
Alma 1:14.
28*a* NGAN Ntụgwa
Nzuzo nile.
*b* Hil. 6:26–30.
30*a* 1 Sam. 8:5–7;
Alma 51:5.

*otu mmegide Kraịst, ghọrọ eze nke ntụgwa nzuzo—Nifaị wee kwusaa ncheghariị na okwukwe n'ime Kraịst—Ndị Mụọ-ozi wee kuziere ya kwa ụbọchị, ma ọ kpọlitere nwanne ya nwoke site na ndị nwụrụ-anwụ—Ọtụtụ wee chegharịa ma e mere ha baptism. Ihe dịka afọ 30 ruo 33 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

UGBUA lee, aga m egosị unu na ha ehiweghị onye-eze ga-achị ala ahụ; mana n'ime otu afọ a, e, n'afọ nke iri atọ, ha bibiri n'elu oche-eze ahụ, e, ha gburu onye-isi-ikpe nke ala ahụ.

2 Ma ndị ahụ kewara otu megide ibe ya; ma ha kewapụrụ otu site n'ibe ya n'ime agbụrụ na agbụrụ, nwoke ọbụla dịka ezi na ụlọ ya na ebo ya na ndị enyị ya siri dị; ma otu a ha bibiri ọchịchị nke ala ahụ.

3 Ma agbụrụ ọbụla họpụtara onye-isi ma-ọbụ onye-ndụ nye onwe ha, ma otu a ha ghọrọ agbụrụ nile na ndị ndu nke agbụrụ nile.

4 Ugbua lee, e nweghị nwoke nọ n'etiti ha ma ọbụghị na o nwere nnukwu ezi na ụlọ na ọtụtụ ebo na ndị enyi; ya mere agbụrụ ha buziri ibu karịa.

5 Ugbua e mere ihe ndị a nile, ma enwebeghị agha dị n'etiti ha mgbe ahụ; ma ajọọ-omume nile bịakwasịworo ndị ahụ n'ihi na ha raara [a]onwe ha nye ike nke Setan.

6 Ma nhazi nile nke ọchịchị ahụ e bibiri ha, n'ihi [a]ntụgwa nzuzo nke ndị enyi na ebo nile nke ndị ahụ gburu ndị-amụma ahụ.

7 Ma ha butere nnukwu ndọrọ-ndọrọ n'ala ahụ, nke mere na akụkụ nke kara bụrụ ndị ezi-omume fọdụrụ ntakịrị ka ha nile ghọzie ndị ajọọ-omume; e, e nwere nanị ndị ezi-omume ole na ole n'etiti ha.

8 Ma otu a afọ isii agafebeghị site na mgbe akụkụ nke karịrị na ndị ahụ tụgharịworo site n'ezi-omume ha, dịka nkịta na-eri [a]agbọ ya, ma-ọbụ dịka nne-ezi na-ewogharị na apịtị.

9 Ugbua ntụgwa nzuzo a, nke wetakwasịworo ndị ahụ nnukwu ajọọ-omume dị otu a, kpọkọtara onwe ha ọnụ, ma debe n'isi ha otu nwoke onye ha kpọrọ Jekọb;

10 Ma ha kpọrọ ya eze ha; ya mere ọ ghọrọ onye-eze na-achị otu ndị ajọọ-omume a; ma ọ bụụrụ otu n'ime ndị a kachasịrị mara amara onye nyeworo olu ya megide ndị-amụma nile gbara-ama maka Jisus.

11 Ma o wee ruo na ha esighị oke ike n'ọnụ-ọgụgụ dịka agbụrụ nile nke ndị ahụ, ndị jikọtara onwe ha n'otu ma ọbụghị ndị ndu ha hiwere iwu ha nile, onye ọbụla dịka agbụrụ ya siri dị; otu o sila dị ha bụụrụ ndị-iro; otu o sila dị ha abụghị ndị ezi-omume, mana ha jikọtara n'otu n'ịkpọ ndị ahụ baworo n'ime ọgbụgba-ndụ ibibi ọchịchị ahụ asị.

12 Ya mere, Jekọb ebe ọ hụrụ na ndị-iro ha dị imerime karịa

**7** 5*a* Ndi Rom 6:13–16; Alma 10:25.
6*a* 2 Nif. 9:9.
8*a* Ilu 26:11; 2 Pita 2:22.

ha, ebe ọ bụụrụ eze nke ndị otu
ahụ, ya mere o nyere ndị ya
iwu ka ha gbafuo n'ime akụkụ
nke kachasịrị dị n'elu elu nke
ala ahụ, ma n'ebe ahụ wulitere
onwe ha [a]ala-eze, ruo mgbe ndị
nghọtahie ga esonye ha, (n'ihi
na ọ nọọrọ na-eto ha otuto-eru-
ghị-n'obi na a ga-enwe ọtụtụ
ndị nghọtahie) ma wee sie ike
nke zuru ịdọ ndọrọ-ndọrọ ha
na agbụrụ nile nke ndị ahụ; ma
ha mere otu ahụ.
13 Ma oke ngwa-ngwa ka ịzọ-
ije ha dịịrị nke mere na e nwe-
ghị ike ịkwụsị ya ruo mgbe ha
gapụworo site na nchụkwu nke
ndị ahụ. Ma otu a ka afọ nke iri
atọ siri gwụchaa; ma otu a ka
ihe-omume nile nke ndị Nifaị
siri dị.
14 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
atọ na otu na ha kewasịrị na
agbụrụ na agbụrụ, nwoke ọbụ-
la dịka ezi na ụlọ ya siri dị, ebo
na ndị enyi siri dị; otu o sila dị
ha abịawo na nkwekọrịta na ha
agaghị a ga ịlụ-agha otu na ibe
ya; mana ha ejikọtaghị onwe ha
n'ihe gbasara iwu ha nile, ma
ụdị ọchịchị ha, n'ihi na ehiwere
ha dịka echiche nile nke ndị
ahụ bụụrụ ndị-isi ha na ndị
ndụ ha siri dị. Mana ha hiwere
iwu nile siri ezigbo ike na otu
agbụrụ agaghị ejehie megide
ọzọ, nke mere na n'otu uzo
ha nwere udo n'ala ahụ; otu o
sila dị, obi ha nile atụgharịwo
site n'ebe Onye-nwe Chineke
ha nọ, ma ha tụrụ ndị-amụma
ahụ okwute ma chụpụ ha site
n'etiti ha.
15 Ma o wee ruo na [a]Nifaị—
ebe ndị mụọ-ozi letaworo ya na
kwa olu nke Onye-nwe, ya mere
ebe ọ hụworo ndị mụọ-ozi, ma
ebe ọbụ onye-aka-ebe hụrụ n'a-
nya, ma ebe o nwetaworo ike e
nyere ya ka o wee mata gbasara
ije-ozi nke Kraịst, na kwa ebe
ọ bụ onye aka-ebe hụrụ nlagha-
chị ọsọ-ọsọ ha site n'ezi-omu-
me ha ruo na ajọọ-omume na
ihe arụ ha nile;
16 Ya mere, ebe o wutere ya
maka isi-ike nke obi ha nile na
ikpu-isi nke echiche ha nile—
gara n'iru n'etiti ha n'ime otu
afọ ahụ, ma malite ịgba-ama,
n'atụghị egwu, nchegharị na
nsachapụ nke mmehie nile site
n'okwukwe n'Onye-nwe Jisus
Kraịst.
17 Ma ọ kụziri ha ọtụtụ ihe; ma
a gaghị enwe ike idecha ha nile,
ma otu akụkụ ha agaghị-ezu, ya
mere e deghị ha n'ime akwụ-
kwọ a. Ma Nifaị kụziri ozi-ọma
jiri [a]ike na nnukwu ikike.
18 Ma o wee ruo na ha weere
ya iwe, ọbụna n'ihi na o nwere
nnukwu ike karịrị nke ha, n'ihi
na o [a]kweghị-omume na ha aga-
ghị-ekwere okwu ya nile, n'ihi
na oke nnukwu ka okwukwe ya
dị n'Onye-nwe Jisus Kraịst na
ndị mụọ-ozi kụziri ya ihe kwa
ụbọchị.
19 Ma n'aha nke Jisus ka ọ
chụpụrụ ajọọ-mụọ nile na [a]mụọ
nile na-adịghị ọcha; ma ọbụna
nwanne ya nwoke ka ọ kpọlitere
site na ndị nwụrụ-anwụ, mgbe a
tụworo ya okwute ma taa ya
ahụhụ ọnwụ n'aka ndị ahụ.

12*a* 3 Nif. 6:30.
15*a* 3 Nif. 1:2.
17*a* NGAN Ike.
18*a* 2 Nif. 33:1; Alma 4:19.
19*a* NGAN Mụọ—Mụọ Ọjọọ nile.

20 Ma ndị ahụ hụrụ ya, ma gbaa-ama maka ya, ma weere ya iwe n'ihi ike ya; ma o mekwara [a]ọtụtụ ọrụ-ebube ndị ọzọ, n'anya nke ndị ahụ, n'aha nke Jisus.

21 Ma o wee ruo na afọ nke iri atọ na otu gafere, ma e nwere nanị ole na ole ndị agbanwere nye Onye-nwe; mana ka ha ra bụ ndị a gbanwere gosipụtara n'ezi-okwu nye ndị ahụ na e letawo ha site n'ike na Mụọ nke Chineke, nke dị n'ime Jisus Kraịst, onye nke ha kwere na ya.

22 Ma ka ha ra bụ ndị achụpụrụ ajọọ-mụọ nile site n'ime ha, ma gwọọ ha nrịa-nrịa ha nile na adịghị-ike ha nile, gosipụtara n'ezi-okwu nye ndị ahụ na a rụkwasịwo ha ọrụ site na Mụọ nke Chineke, ma a gwọwo ha; ma ha gosịpụtakwara ihe iriba-ama ma mee ụfọdụ ọrụ-ebube n'etiti ndị ahụ.

23 Otu a ka afọ nke iri-atọ na abụọ sịkwara gafee. Ma Nifaị kpọkụru ndị ahụ na mmalite afọ nke iri-atọ na atọ; ma o kwusaara ha nchegharị na nsachapụ nke mmehie nile.

24 Ugbua a ga m achọ ka unu cheta kwa, na enweghị ndị ọbụla a kpọtara na nchegharị bụ ndị a na-ejighi mmiri [a]mee baptism.

25 Ya mere, Nifaị chiri ha echịchị, ndị nwoke maka ije-ozi a, ka ndị nile ndị ga-abịakwute ha ka ejiri mmiri mee ha baptism, ma nke a dịka aka-ebe na ịgba-ama n'iru Chineke, na nye ndị ahụ, na ha echegharịwo ma nabata [a]nsachapụ nke mmehie ha nile.

26 Ma ha dị ọtụtụ na mmalite nke afọ a ndị e mere baptism maka nchegharị; ma otu a otu akụkụ nke karịrị n'afọ ahụ gafere.

## ISI 8

*Oke-ikuku-mmiri nile, ala-ọma-jijiji nile, ọkụ nile, ifufe gburu gburu nile, mbibi nile a hụrụ-anya na-agba-ama mkpọgide-n'obe nke Kraịst — Ọtụtụ ndị ka e bibiri — Ọchịchịrị kpuchịrị ala ahụ mkpụrụ ụbọchị atọ — Ndị nke fọdụrụ sụrụ-ude ụwa-na-chi ha. Ihe dịka afọ 33 ruo 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na dịka akụkọ-ndekọta anyị siri dị, ma anyị matara akụkọ-ndekọta anyị na ọ bụ ezi-okwu, n'ihi na lee, ọ bụụrụ onye ezi-omume dekọrọ akụkọ-ndekọta ahụ — n'ihi na n'ezi-okwu ọ rụrụ ọtụtụ [a]ọrụ-ebube [b]n'aha nke Jisus; ma enweghị nwoke ọbụla nwere ike ịrụ ọrụ-ebube n'aha nke Jisus ma ọbụghị na a sachara ya mpekere nile site n'ajọọ-omume ya —

2 Ma ugbua o wee ruo, ọbụrụ na e nweghị ndehie nwoke a mere na ngụkọta nke oge anyị, [a]afọ nke iri atọ na atọ agafewo;

3 Ma ndị ahụ malitere iji nnukwu ezi-okwu na-ele anya ihe iriba-ama nke onye-amụma

20*a* 3 Nif. 8:1.
24*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
25*a* OznỌd. 20:37. NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
**8** 1*a* 3 Nif. 7:19–20; Mọm 9:18–19.
*b* Ọlndoz. 3:6; Jekọb 4:6.
2*a* 3 Nif. 2:8.

Samuel, onye nke Leman, nye-
woro; e, maka oge nke a ga-
enwe [a]ọchịchịrị n'ohere nke
mkpụrụ ụbọchị atọ n'elu iru
nke ala ahụ.
4 Ma a malitere inwe nnukwu
obi abụọ nile na ịrụ-ụka nile
n'etiti ndị ahụ, na-agbanyeghị
na e nyewo ọtụtụ [a]ihe iriba-ama.
5 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
atọ na anọ, n'ọnwa nke mbụ,
n'ụbọchị nke anọ nke ọnwa ahụ,
nnukwu ebili-mmiri palitere,
ụdị nke a na-amatabeghị mbụ
n'ala ahụ nile.
6 Ma e nwekwara nnukwu na
oke-ikụkụ-mmiri dị egwu, ma
e nwere [a]egbe-elu-igwe dị egwu,
nke mere na ọ [b]mara ala ahụ
nile jijiji dịka ọ chọrọ ikewasị
iche iche.
7 Ma e nwere amụma-elu nile
dị nkọ karịa, ụdị nke a na-ama-
tabeghị mbụ n'ala ahụ nile.
8 Ma [a]obodo-ukwu nke Zara-
hemla bara ọkụ.
9 Ma obodo-ukwu nke Moro-
naị damiri n'ime omimi nile nke
osimiri, ma ndị nile bi n'ime
ya mikpuru.
10 Ma e buuru aja bukwasị
obodo-ukwu nke Moronaịha
ahụ, nke mere na n'ọnọdụ nke
obodo-ukwu ahụ e nweziri nnu-
kwu ugwu-ukwu.
11 Ma e nwere nnukwu mbibi
dị egwu n'ala dị na ndịda-
ndịda.
12 Mana lee, e nwere nnukwu
mbibi dị egwu karịa n'ala dị
n'elu-elu; n'ihi na lee, iru nile
nke ala ahụ a gbanwere ya, n'ihi
oke-ikụkụ-mmiri ahụ na ifufe
gburu gburu nile, na egbe-elu-
igwe nile na amụma-elu nile,
na ịma jijiji karịrị akarị nke ala
ahụ nile;
13 Ma [a]okporo-ụzọ nile gbawa-
sịrị, ma ụzọ nile dị ahata-aha e
mebiri ha, ma ọtụtụ ebe dị larịị
dịzịrị ndakoro.
14 Ma ọtụtụ nnukwu obodo-
ukwu na ndị kwesịrị ịrịba-ama
e [a]mikpuru ha, ma ọtụtụ a gba-
ra ha ọkụ, ma ọtụtụ a magidere
ha jijiji ruo mgbe ụlọ nile dị ha
n'ime daworo n'ala, ma ndị nile
bi n'ime ha e gburu ha, ma ebe
ahụ nile a hapụrụ ha ka ha tọ-
gbọrọ n'efu.
15 Ma e nwere ụfọdụ obodo-
ukwu ndị fọdụrụ; mana mmebi
dị na ha dị ukwuu karịa, ma e
nwere ọtụtụ bi n'ime ha ndị e
gburu-egbu.
16 Ma e nwere ụfọdụ ndị e bu-
furu n'ifufe gburu gburu ahụ;
ma ebe ha gara ọdịghị onye
matara, ma ọbụghị na ha mata-
ra na e bufuru ha.
17 Ma otu a iru nke ala ahụ nile
mebiri n'ụdị, n'ihi oke-ikụkụ-
mmiri ahụ nile, na egbe-elu-
igwe nile, na amụma-elu ahụ
nile, na ima jijiji nke ala ahụ.
18 Ma lee, [a]nkume nile ahụ e
tiwara ha abụọ, a gbawasịrị ha
n'elu iru nke ala ahụ nile, nke
mere na a chọtara ha na mpeke-
re gbawasịrị agbawasị, ma na
njikọ nile ma na mgbawa nile,
n'elu iru nile nke ala ahụ.

3*a* 1 Nif. 19:10; Hil. 14:20, 27; 3 Nif. 10:9.
4*a* NGAN Mkpọgide n'Obe.
6*a* 1 Nif. 19:11; Hil. 14:21.
*b* Mat. 27:45, 50–51.
8*a* 4 Ne. 1:7–8.
13*a* Hil. 14:24; 3 Nif. 6:8.
14*a* 1 Nif. 12:4.
18*a* Hil. 14:21–22.

19 Ma o wee ruo na mgbe
egbe-elu-igwe nile, na amụma-
elu nile ahụ, na ebili mmiri ahụ,
na oke ikuku mmiri ahụ, na ịma
jijiji nile nke ala ahụ kwụsịrị—
n'ihi na lee, ha nọrọ ihe dịka
ohere nke oge [a]awa atọ; ma
ụfọdụ kwuru na oge ahụ karịrị;
otu o sila dị, nnukwu ihe nile
ndị a dị egwu e mere ha n'ihe
dịka ohere nke oge awa atọ—
ma mgbe ahụ lee, e nwere ọchị-
chịrị n'elu iru nke ala ahụ.
20 Ma o wee ruo na e nwere
agbidigbi ọchịchịrị n'elu iru nile
nke ala ahụ, nke mere na ndị bi
n'ime ya ndị na-adabeghị nwe-
re ike [a]inwe mmetụta [b]ụzụ nke
ọchịchịrị ahụ;
21 Ma enweghị ike inwe ìhè,
n'ihi ọchịchịrị ahụ, ma-ọbụ oriọ-
na nile, ma-ọbụ ọkụ-opịpị nile,
ma-ọbụ na enwere ike inwe ọkụ
afụnwuru jiri e zigbo nkụ kpọ-
rọ-akpọ karịa, nke ga-eme na
enweghị ike inwe ihe ọbụla ma
ọlị;
22 Ma enweghị ìhè ọbụla a
hụrụ, ma-ọbụ ọkụ, ma-ọbụ ihe
ọkụ, ma-ọbụ anyanwụ, ma-ọbụ
ọnwa, ma-ọbụ kpakpando nile,
n'ihi na oke nnukwu ka igirigi
ọchịchịrị ahụ nke dị n'elu iru
nke ala ahụ dị.
23 Ma o wee ruo na ọ dịgidere
n'ohere nke mkpụrụ [a]ụbọchị atọ
na e nweghị ìhè a hụrụ; ma e
nwere nnukwu iru-uju na iti
mkpu na ịkwa-akwa n'etiti ndị
ahụ nile esepụghị-aka; e, nnu-
kwu ka isu-ude nile nke ndị ahụ
diịrị, n'ihi ọchịchịrị na nnukwu
mbibi ahụ nke bịakwasịworo
ha.
24 Ma n'otu ebe, a nụrụ ka ha
na-eti na-asị: O na anyị chegha-
rịworọrịị tutu nnukwu ụbọchị
nke a dị egwu, ma mgbe ahụ ka
a gaararịị edebe ụmụnne anyị
nwoke, ma agaraghị akpọ ha
ọkụ na nnukwu obodo-ukwu
[a]Zarahemla ahụ.
25 Ma n'ebe ọzọ a nụrụ ka ha
na-eti na-eru uju, na-asị: O na
anyị chegharịworọrịị tutu nnu-
kwu ụbọchị nke a dị egwu, ma
ghara igbu ma tụọ ndị-amụma
ahụ nile okwute, ma chụpụ ha;
mgbe ahụ ka ndị nne anyị na
ụmụada anyị nile mara mma,
na ụmụ anyị a gaara edebe ha,
ma agaraghị eliwo ha n'ime
nnukwu obodo-ukwu Moronaị-
ha ahụ. Ma otu a ka iti ogologo
mkpu nile nke ndị ahụ siri dị
ukwuu na egwu.

## ISI 9

*N'ime ọchịchịrị ahụ, olu nke Kraịst kwupụtara mbibi nke ọtụtụ mmadụ na ọtụtụ obodo-ukwu n'ihi ajọọ-omume ha—O kwupụtakwara ịdị-nsọ ya, maa ọkwa na iwu nke Moses e mejupụtawo ya, ma na-akpọkụ ndị mmadụ ka ha bịakwute ya ma ka a zọpụta ha. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na e nwere [a]olu
a nụrụ n'etiti ndị nile bi n'ụwa,
n'elu iru nile nke ala nke a,
na-eti;
2 Ahụhụ, ahụhụ, ahụhụ na-adịrị

19*a* Luk 23:44.
20*a* Ọpụ. 10:21–22.
*b* 1 Nif. 12:5; 19:11.
23*a* 1 Nif. 19:10.
24*a* Hil. 13:12.
**9** 1*a* 1 Nif. 19:11; 3 Nif. 11:10.

ndị a; [a]ahụhụ na-adịrị ndị bị n'ụwa nile ma ọbụghị na ha ga-echeghariị; n'ihi na ekwensu [b]na-achị ọchị, ma ndị mụọ-ozi ya nile na-añụrị, n'ihi ụmụ-nwoke nile na ụmụ-ada nile mara mma nke ndị m e gburu, ma ọ bụ n'ihi ajọọ-omume ha na ihe arụ nile ka ha daworo!
3 Lee, nnukwu obodo-ukwu Zarahemla ahụ ka m gbaworo ọkụ, na ndị nile bi n'ime ya.
4 Ma lee, nnukwu obodo-ukwu Moronaị ka m meworo ka e mikpuo n'omimi nile nke osimiri ahụ, ma ndị nile bi n'ime ya ka mmiri rie ha.
5 Ma lee, nnukwu obodo-ukwu Moronaịha ahụ ka m jiworo aja kpuchie, ma ndị nile bi n'ime ya, izo ajọọ-omume ha nile na ihe arụ ha nile site iru m, ka ọbara nke ndị-amụma nile na ndị-nsọ nile ghara ịbịalitekwute kwa m ọzọ imegide ha.
6 Ma lee, obodo-ukwu nke Gịlgal ka m meworo ka e mikpuo, ma ndị nile bi n'ime ya ka e lie ha n'omimi nile nke ala ahụ;
7 E, ma obodo-ukwu nke Onaịha na ndị nile bi n'ime ya, na obodo-ukwu nke Mokọm na ndị nile bi n'ime ya; ma obodo-ukwu nke Jerusalem na ndị nile bi n'ime ya; ma [a]mmiri nile ka m meworo ka ha bịalite n'ọnọdụ ha, izo ajọọ-omume ha na ihe arụ ha nile site n'iru m ka ọbara nke ndị-amụma nile na ndị-nsọ nile ghara ịbịalitekwute kwa m ọzọ megide ha.
8 Ma lee, obodo-ukwu nke Gadiandaị, na obodo-ukwu nke Gadiọmna, na obodo-ukwu nke Jekọb, na obodo-ukwu nke Gịmgịmno, ndị a nile ka m meworo ka e mikpuo ha, ma mee [a]ugwu-nta nile na ndagwurugwụ nile n'ọnọdụ ha nile, ma ndị nile bi n'ime ya ka m liworo n'omimi nile nke ụwa, izo ajọọ-omume ha na ihe arụ ha nile site n'iru m, ka ọbara nke ndị-amụma na ndị-nsọ ghara ịbịalitekwute kwa m ọzọ megide ha.
9 Ma lee, nnukwu obodo-ukwu Jekọbugat ahụ, nke ndị ahụ bi n'ime ya bụ ndị nke eze Jekọb, ka m meworo ka a kpọọ ya ọkụ n'ihi mmehie ha nile na ajọọ-omume ha, nke karịrị ajọọ-omume nile nke ụwa nile, n'ihi [a]igbu-mmadụ nzuzo ha na ntụgwa ha nile; n'ihi na ọ bụ ha bụ ndị bibiri udo nke ndị m na ọchịchị nke ala ahụ; ya mere e mere m ka a kpọọ ha ọkụ, [b]ibibi ha site n'iru m, ka ọbara nke ndị-amụma na ndị nsọ ghara ịbịalitekwute kwa m ọzọ megide ha.
10 Ma lee, obodo-ukwu nke Leman, na obodo-ukwu nke Jọsh, na obodo-ukwu nke Gad, na obodo-ukwu nke Kịshkumen, ka m meworo ka a gbaa ha ọkụ, na ndị nile bi n'ime ya, n'ihi ajọọ-omume ha n'ịchụpụ ndị-amụma ahụ, na ịtụ ndị ahụ m zitara ikwupụtara ha gbasara ajọọ-omume ha na ihe arụ ha nile okwute.
11 Ma n'ihi na ha chụpụrụ ha nile, na e nweghị onye ezi-omume n'etiti ha, ezidagara m

2*a* Mat. 11:20–21.
*b* Moses 7:26.
7*a* Ezik. 26:19.
8*a* 1 Nif. 19:11.
9*a* Hil. 6:17–18, 21.
*b* Mosa. 12:8.

[a]ọkụ ma bibie ha, na ajọọ-omu-
me na ihe arụ ha nile a ga
ezobe ya site n'iru m, ka ọbara
nke ndị-amụma na ndị-nsọ
nile ndị m zigara n'etiti ha
agaghị etiku m [b]site n'ime ala
megide ha.
12 Ma [a]ọtụtụ nnukwu mbibi
nile ka m meworo ka ọ bịakwa-
sị ala nke a, na bịakwasị ndị
nke a, n'ihi ajọọ-omume ha na
ihe arụ ha nile.
13 O unu nile ndị e [a]debeworo
n'ihi na unu kara bụrụ ndị ezi-
omume karịa ha, unu agaghị
alaghachịkwute m ugbua a, ma
chegharịa site na mmehie unu
nile, ma ka a gbanwe unu, ka m
wee [b]gwọọ unu?
14 E, n'ezie asị m unu, ọbụrụ
na unu [a]ga-abịakwute m unu
ga-enwe [b]ndụ-ebighi-ebi. Lee,
[c]aka nke ebere m e setịpụworo
unu ya, ma onye ọbụla ga-abịa,
ya ka m ga-anabata; ma ngọzi
na-adịrị ndị na abịakwute m.
15 Lee, abụ m Jisus Kraịst
Ọkpara nke Chineke. Ọ bụ m
[a]kere elu-igwe nile n'ụwa, na
ihe nile dị n'ime ha. Mụ na Nna
m nọ site na mmalite. [b]A nọ m
n'ime Nna m, ma Nna m nọ kwa
n'ime m; ma n'ime m ka Nna m
nyeworo aha ya otuto.
16 Abịakwutere m ndị nke m
ma ndị nke m [a]anabataghị m.
Ma akwụkwọ-nsọ nile gbasara
ọbịbịa m e mezuwo ha.
17 Ma ka ha ra bụ ndị naba-
taworo m, ha ka m [a]nyeworo
ịghọ ụmụ nwoke nke Chineke;
ma ọbụna otu ahụ ka m ga-
enye ka ha ra ga-ekwere n'aha
m, n'ihi na lee, site na m
ka [b]mgbapụta ga-esi bịa, ma
n'ime m ka e mezuru [c]iwu nke
Moses.
18 Abụ m [a]ìhè na ndụ nke ụwa.
Abụ m [b]Alfa na [c]Omega, mma-
lite na ọgwụgwụ.
19 Ma unu agaghị enyelite
kwa m ịkwafu ọbara [a]ọzọ; e,
ịchụ-aja unu nile na onyinye
nsure ọkụ unu nile a ga-akwụsị
ha, n'ihi na-agaghị m anabata
ịchụ-aja unu nile na onyinye
nsure ọkụ unu nile.
20 Ma unu ga-enye [a]n'ịchụrụ
m aja obi tiwara etiwa na
mụọ nke nchegharị. Ma onye
ọbụla ga-abịakwute m jiri obi
tiwara etiwa na mụọ nke nche-
gharị, ya ka m ga-eji ọkụ na
Mụọ Nsọ [b]mee baptism, ọbụna
dịka ndị nke Leman, n'ihi
okwukwe ha n'ime m n'oge
nke mgbanwe ha, e jiri ọkụ ma
jiri Mụọ Nsọ mee ha baptism,
ma ha amataghị ya.
21 Lee, abịarutawo m ụwa

11*a* 2 Ndez. 1:9–16; Hil. 13:13.
*b* Jen. 4:10.
12*a* 3 Nif. 8:8–10, 14.
13*a* 3 Nif. 10:12.
*b* Jer. 3:22; 3 Nif. 18:32.
14*a* 2 Nif. 26:24–28; Alma 5:33–36.
*b* Jọn 3:16.
*c* Alma 19:36.
15*a* Jọn 1:1–3; Ndị-Kọl. 1:16; Hil. 14:12; Ita 4:7; OznỌd. 14:9.
*b* Jọn 17:20–22; 3 Nif. 11:27; 19:23, 29.
16*a* Jọn 1:11; OznỌd. 6:21.
17*a* Jọn 1:12. NGAN Nwoke, ndị Nwoke—Mmadụ, nwere ike ịdị ka Nna nke Elu-igwe.
*b* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*c* 3 Nif. 12:19, 46–47; 15:2–9.
18*a* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*b* Mkpu. 1:8. NGAN Alfa na Omega.
*c* NGAN Alfa na Omega.
19*a* Alma 34:13.
20*a* 3 Nif. 12:19; OznỌd. 20:37.
*b* 2 Nif. 31:13–14.

iwetara ndị ụwa mgbapụta, ịzọ-
pụta ndị ụwa site na mmehie.
22 Ya mere, onye ọbụla
[a]chegharịrị ma bịakwute m
dịka [b]nwa ntakịrị, ya ka m
ga-anabata, n'ihi na ala-eze
Chineke bụ nke ndị dị otu a.
Lee, n'ihi na maka ndị dị otu
a ka m [c]tọgbọworo ndụ m, ma
e welitawo kwa m ya ọzọ; ya
mere chegharịa nụ, ma bịa-
kwute m unu nsọtụ nile nke
ụwa, ma ka a zọpụta unu.

## ISI 10

*E nwere ịda jụụ n'ala ahụ n'ọtụtụ oge awa—Olu nke Kraịst kwere nkwa ịkpọkọta ndị ya dịka nnekwu ọkụkọ na-akpọkọta ụmụ ya—Akụkụ nke kara bụrụ ndị ezi-omume na ndị ahụ e chekwawo ha. Ihe dịka afọ 34 ruo 35 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua lee, o wee ruo na ndị
ala ahụ nile nụrụ okwu nile
ndị a, ma gbaa ama maka ya.
Ma mgbe okwu ndị a nile gasịrị,
e nwere ịda jụụ n'ala ahụ
n'ohere nke ọtụtụ oge awa;
2 N'ihi na ndị a nwere oke
nnukwu ịtụ-n'anya nke mere na
ha kwụsịrị ịkwa-akwa arịrị na iti
ogologo mkpu maka ntufu nke
ndị ebo ha nke e gbuworo; ya
mere e nwere ịda jụụ n'ala ahụ
n'ohere nke ọtụtụ oge awa.
3 Ma o wee ruo na olu bịakwu-
tere ndị ahụ ọzọ, ma ndị ahụ
nile nụrụ ya, ma gbaa ama maka
ya, na-asị:
4 O unu ndị nke [a]nnukwu
obodo-ukwu ndị a daworo, ndị
bụ ndị agbụrụ nke Jekọb, e, ndị
bụ nke ụlọ nke Israel, ugboro ole
ka m kpọkọtaworo unu dịka
nnekwu ọkụkọ si na-akpọkọta
ụmụ ya n'okpuru nku ya nile,
ma [b]zụọ unu.
5 Ma ọzọ, ugboro ole ka m
gaararịị akpọkọta unu dịka
nnekwu ọkụkọ si na-akpọkọta
ụmụ ya n'okpuru nku ya
nile, e, O unu ndị nke ụlọ nke
Israel, ndị daworo; e, O unu
ndị nke ụlọ nke Israel, unu
ndị bi na Jerusalem, dịka unu
ndị nke daworo ada; e, [a]ugboro
ole ka m gaararịị akpọkọta
unu dịka nnekwu-ọkụkọ si
na-akpọkọta ụmụ ya nile, ma
unu ekweghị.
6 O unu ndị nke ụlọ nke Israel
ndị m [a]debeworo, ugboro ole
ka m ga-akpọkọta unu dịka
nnekwu ọkụkọ si na-akpọkọta
ụmụ ya nile n'okpuru nku ya
nile, ọbụrụ na unu ga-echegha-
rị ma [b]laghachịkwute m jiri nzu-
be nke [c]obi juru-eju.
7 Mana ma ọdịghị otu a, O ụlọ
nke Israel, ebe nile nke obibi
unu nile ga-atọgbọrọ n'efu
ruo n'oge nke mmejupụta nke
[a]ọgbụgba-ndụ ahụ nye ndị nna
unu.
8 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
ndị ahụ nụworo okwu nile ndị
a, lee, ha malitere ịkwa-akwa na

22*a* NGAN Chegharia, Ncheghari̩.
*b* Mak. 10:15; Mosa. 3:19; 3 Nif. 11:37–38.
*c* Jọn 10:15–18.
**10** 4*a* 3 Nif. 8:14.
*b* 1 Nif. 17:3.
5*a* Mat. 23:37; OznỌd. 43:24–25.
6*a* 3 Nif. 9:13.
*b* 1 Sam. 7:3; Hil. 13:11; 3 Nif. 24:7.
*c* Ezik. 36:26.
7*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ.

iti ogologo mkpu ọzọ n'ihi ntufu
nke ndị ebo ha na ndị enyi ha.
9 Ma o wee ruo na otu a ka
mkpụrụ ụbọchị atọ nile ahụ siri
gafee. Ma ọ bụụrụ n'ụtụtụ, ma
[a]ọchịchịrị ahụ gbasasịrị pụọ site
n'elu iru nke ala ahụ, ma ụwa
kwụsịrị ịma jijiji, ma nkume nile
ahụ kwụsịrị ịgbawasị, ma ịsụ
ude nile ahụ dị egwu kwusịrị,
ma nnukwu mkpọtụ ọgba-agha-
ra nile gabigara.
10 Ma ụwa wee raparakọta
kwa ọnụ ọzọ, nke mere na o gu-
zoro; ma iru uju ahụ, na ịkwa
akwa ahụ, ma ịkwa arịrị nke ndị
ahụ edebere ndụ kwụsịrị; ma
iru-ụjụ ha a tụgharịrị ya n'ọñụ,
na ịkwa-akwa arịrị ha nile n'o-
tuto na inye Onye-nwe Jisus
Kraịst, onye mgbapụta ha ekele.
11 Ma ruo otu a ka e [a]mezuru
akwụkwọ-nsọ ahụ nile nke ndị-
amụma nile kwuworo.
12 Ma ọ bụụrụ akụkụ nke
[a]kara bụrụ ndị ezi-omume n'ime
ndị ahụ bụ ndị a zọpụtara, ma
ọ bụụrụ ha bụ ndị nabatara
ndị-amụma ma ha atụghị ha
okwute; ma ọ bụụrụ ha bụ
ndị na-akwafubeghị ọbara nke
ndị nsọ ahụ nile, bụ ndị e
debere—
13 Ma e debere ha ma emikpu-
ghị ha ma liba ha n'ime ala;
ma mmiri erighị ha n'omimi
nile nke oke osimiri ahụ; ma
a kpọghị ha ọkụ, ọbụghị ma a
dagidere ha ma gwerigbuo ha;
ma ebupughị ha n'ifufe gburu
gburu ahụ ọbụghị ma uzu nke
anwụrụ ọkụ na nke ọchịchịrị o
megburu ha.
14 Ma ugbua, onye ọbụla na-
agụ, ka ọ ghọta; onye ọbụla nke
ji akwụkwọ-nsọ nile ahụ, ka ọ
[a]chọta ihe na ha, ma hụ ma lee
ma ọnwụ nile ndị a na mbibi
nile jiri ọkụ, na jiri anwụrụ
ọkụ, na jiri oke-ikuku-mmiri
nile, na jiri ifufe gburu gburu
nile, na jiri [b]mmeghe nke ala
ahụ ịnabata ha na ihe nile ndị a
abụghị na mmejupụta nke
amụma nile nke ọtụtụ ndị-
amụma nile dị nsọ.
15 Lee, asị m unu, E, ọtụtụ
agbawo ama maka ihe nile ndị
a n'ọbịbịa nke Kraịst, ma e
[a]gburu ha n'ihi na ha gbara ama
maka ihe ndị a.
16 E, onye-amụma [a]Zinọs gba-
ra-ama maka ihe ndị a, na kwa
Zinọk kwuru-okwu gbasara ihe
ndị a, n'ihi na ha gbara-ama nke
ka nke gbasara anyị, ndị bụ
mkpụrụ-afọ ha nke fọdụrụ.
17 Lee, nna anyị Jekọb kwa
gbara-ama gbasara mkpụrụ-afọ
nke Josef [a]fọdụrụ. Ma, lee anyị
abụghị mkpụrụ-afọ nke Josef
fọdụrụ? Ma ihe nile ndị a na-
agba-ama maka anyị, ọ bụ na
edeghị ha n'epekele nke bras
nke nna anyị Lihaị wepụtara site
na Jerusalem?

9*a* 3 Nif. 8:19.
11*a* Ọlndoz. 3:18–20.
12*a* 2 Nif. 26:8; 3 Nif. 9:13.
14*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Afọ-ojuju (uru) nke akwụwọ-nsọ nile.
*b* 1 Nif. 19:11; 2 Nif. 26:5.
15*a* NGAN Ogbugbu n'ihi Okwukwe, Onye e Gburu n'ihi Okwukwe ya na Jisus Kraịst.
16*a* Hil. 8:19–20.
17*a* 2 Nif. 3:4–5; Alma 46:24; 3 Nif. 5:23–24.

18 Ma o wee ruo na na ngwụ-
cha nke afọ nke iri atọ na anọ,
lee, aga m egosị unu na ndị nke
Nifaị ndị edebere, na kwa ndị a
kpọworo ndị Leman, ndị edebe-
woro, nwere nnukwu iru-ọma e
gosịrị ha, na nnukwu ngọzi nile
a wụpụtakwasịrị n'isi ha nile,
nke mere na n'atụfughị oge ka
[a]Kraịst rịgooro n'elu-igwe o go-
sịpụtara onwe ya n'ezi-okwu
nye ha—
19 [a]Na-egosị ha arụ ya, ma na-
akụziri ha ozi-ọma, ma nkọwa-
sị nke ije-ozi ya a ga-enye ya ma
emesịa. Ya mere maka oge a
abịa m na ngwụcha nke ihe nile
m na-ekwu.

---

Jisus Kraịst gosịrị ndị nke Nifaị onwe ya, dịka igwe mmadụ ahụ gbakọtara ọnụ n'ala Uju ahụ, ma kụziere ha ozi-ọma; ma n'uzo dị otu a ka o gosịrị onwe ya nye ha.

*Mejupụtara isi 11 ruo isi 26 e tinyekọtara.*

## ISI 11

*Nna Ahụ wee gbaa ama maka Ọkpara ya ọ hụrụ n'anya—Kraịst wee pụta ihe ma kwupụta aja mgbaghara mmehie ya—Ndị ahụ wee metụ apa nile nke mmerụ-arụ dị n'aka ya abụọ, ụkwụ ya abụọ, na akụkụ ya—Ha wee tie Hosana—O wee dozie usoro na ụdị nke baptism—Mụọ nke ndọrọ-ndọrọ bụ nke ekwensu—Ozizi nke Kraịst bụ na ndị mmadụ ga e kwere ma e mee ha baptism ma ha anata Mụọ Nsọ. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na e nwe-
re nnukwu igwe-mmadụ gba-
kọtara ọnụ, nke ndị nke Nifaị,
gburu-gburu temple ahụ nke dị
n'ala Uju; ma ha na-enwe ịtụ-
n'anya ma na-eche otu onye na
ibe ya, ma na-egosị otu onye
na ibe ya [a]nnukwu na mgba-
nwe ịtụ-n'anya nke wereworo
ọnọdụ.
2 Ma ha nọọrọ na-akpa nkata
gbasara Jisus Kraịst a, maka
onye e nyeworo [a]ihe iriba-ama
ahụ gbasara ọnwụ ya.
3 Ma o wee ruo na mgbe ha nọ
na-akpa nkata otu a, otu onye na
ibe ya, ha nụrụ [a]olu dịka o si
n'elu-igwe pụta; ma ha lepụrụ
anya ha gburu-gburu, n'ihi na ha
aghọtaghị olu ahụ nke ha nụrụ;
ma o bụghị olu-ike, ọbụghị ma
ọ bụụrụ olu dasịrị ike; otu o sila
dị, ma na-agbanyeghị na ọ bu
olu [b]ntakịrị ọ dụpuru ndị ahụ
nụrụ ya n'etiti, nke mere na o
nweghị okporo arụ ha nke ọ na
emeghị ka o maa jijiji; e, ọ dụpu-
ru ha ruo na mkpụrụ-obi ahụ,
ma mee ka obi ha n'ere ọkụ.
4 Ma o wee ruo na ọzọ ha
nụkwara olu ahụ, ma ha aghọ-
taghị ya.
5 Ma ọzọ nke ugboro atọ ha
nụrụ olu ahụ, ma meghee ntị
ha ịnụ ya; ma anya ha nile
chere iru n'ebe ụda ahụ dị,
ma ha legidere anya chee iru

18*a* Ọlndoz. 1:9–11.
19*a* 3 Nif. 11:12–15.
**11** 1*a* 3 Nif. 8:11–14.
2*a* Hil. 14:20–27.
3*a* Deut. 4:33–36; Hil. 5:29–33.
*b* 1 Ndez. 19:11–13; OznỌd. 85:6.

n'elu-igwe, site n'ebe ụda ahụ
siri bịa.
6 Ma lee, nke ugboro atọ ha
ghọtara olu ahụ nke ha nụrụ;
ma ọ sịrị ha:
7 Lee [a]Ọkpara m hụrụ n'anya,
[b]onye m nwere ezigbo mmasị
na ya, onye m nyeworo aha
m otuto n'ime ya—nụrụ nụ
olu ya.
8 Ma o wee ruo, ka ha ghọtara,
ha lepụrụ anya ha n'elu ọzọ
chee iru n'elu-igwe; ma lee, ha
[a]hụrụ otu Nwoke na-agbadata
site n'elu-igwe; ma o yi uwe
mwụda ọcha; ma ọ gbadatara
ma guzoro n'etiti ha; ma anya
nile nke igwe mmadụ dum ahụ
tụgharịrị lekwasị ya, ma ha
anwaghị anwa imeghe ọnụ ha,
ọbụna otu onye nye ibe ya, ma
ha amataghị ihe ọ pụtara, n'ihi
na ha chere na ọ bụ onye mụọ-
ozi nke pụtaworo ihe nye ha.
9 Ma o wee ruo na o setịpụrụ
aka ya ma gwa ndị ahụ okwu,
na-asị:
10 Lee, a bụ m Jisus Kraịst,
onye nke ndị-amụma nile gbara
ama ga-abịa n'ime ụwa.
11 Ma lee, a bụ m [a]ìhè na ndụ
nke ụwa; ma añụwo m site
[b]n'iko ilu ahụ nke Nna nyewo-
ro m, ma enyewo m Nna otuto
[c]n'iwekwasị onwe m mmehie
nile nke ụwa, n'ime nke m
taworo ahụhụ [d]ọchịchọ nke
Nna n'ihe nile site na mmalite.
12 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
kwuworo okwu nile ndị a igwe
mmadụ ahụ nile dara n'ala,
n'ihi na ha chetara na e buworịị
[a]amụma maka ya n'etiti ha na
Kraịst ga-egosị onwe ya nye ha
mgbe ọ rịgoroworo n'elu-igwe.
13 Ma o wee ruo na Onye-nwe
gwara ha okwu na-asị:
14 Bilie ma bịarute-kwute m,
ka unu wee [a]rụnye aka unu nile
n'akụkụ m, na kwa ka unu
[b]metụ aka n'apa nile nke ntu
nile n'aka m abụọ na n'ụkwụ m
abụọ, ka unu wee mata na abụ
m [c]Chineke nke Israel ahụ, na
Chineke nke [d]ụwa dum, ma e
gbuwo m maka mmehie nile
nke ụwa.
15 Ma o wee ruo na igwe mma-
dụ ahụ garuru, ma rụnye aka ha
nile n'akụkụ ya, ma metụ aka
n'apa nile nke ntu nile ahụ n'aka
ya abụọ na n'ụkwụ ya abụọ;
ma nke a ka ha mere, na-agaru
n'otu n'otu ruo mgbe ha nile
garuworo, ma hụ n'anya ha, ma
jiri aka ha metụ, ma mata n'ezi-
okwu ma gbaa ama, na [a]ọ bụ ya,
bụ onye nke ndị-amụma dere
maka ya, na ọ ga-abịa.
16 Ma mgbe ha nile garuworo
ma gbaworo onwe ha ama, ha
tiri mkpu n'otu olu, na-asị:
17 Hosana! Ngọzi na-adịrị aha
nke Chineke kachasị-elu! Ma
ha dara n'ala n'ụkwụ nke Jisus,
ma [a]fee ya.

7*a* Mat. 3:17; 17:5; A—JS 1:17.
*b* 3 Nif. 9:15.
8*a* 1 Nif. 12:6; 2 Nif. 26:1.
11*a* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*b* Mat. 26:39, 42.
*c* Jọn 1:29; OznỌd. 19:18–19.
*d* Mak. 14:36; Jọn 6:38; OznỌd. 19:2.
12*a* Alma 16:20.
14*a* Jọn 20:27.
*b* Luk 24:36–39; OznỌd. 129:2.
*c* Aisa. 45:3; 3 Nif. 15:5.
*d* 1 Nif. 11:6.
15*a* NGAN Jisus Kraịst—Ị pụta ìhè nile nke Kraịst mgbe o nweta sịwororị anụ arụ.
17*a* NGAN Fee Ofufe.

18 Ma o wee ruo na ọ gwara
[a]Nifaị okwu (n'ihi na Nifaị nọ
n'etiti igwe-mmadụ ahụ) ma o
nyere ya iwu ka ọ bịarute.
19 Ma Nifaị biliri ma garuo, ma
kpọọ isi n'ala n'iru Onye-nwe
ma sutu ụkwụ ya abụọ ọnụ.
20 Ma Onye-nwe nyere ya iwu
ka o bilie. Ma o biliri ma guzoro
n'iru ya.
21 Ma Onye-nwe sịrị ya: Enye
m gị [a]ike ka imee ndị a [b]bap-
tism mgbe m rigoroworo ọzọ
n'elu-igwe.
22 Ma ọzọ Onye-nwe kpọrọ
[a]ndị ọzọ, ma gwa ha otu ihe
ahụ; ma o nyere ha ike ime
baptism. Ma ọ sịrị ha: Otu a ka
unu ga-esi mee baptism; ma
agaghị enwe [b]ịrụ ụka ọbụla n'e-
titi unu.
23 N'ezie asị m unu, na onye
ọbụla chegharịrị na mmehie ya
site [a]n'okwu nile unu, ma [b]chọọ
ka e mee ya baptism n'aha m,
otu a ka unu ga-esi mee ha
baptism—Lee, unu ga-agbada
ma [c]guzoro n'ime mmiri ahụ,
ma n'aha m ka unu ga-eme ha
baptism.
24 Ma ugbua lee, ndị a bụ
okwu nile nke unu ga-ekwu,
na-akpọ ha aha ha, na-asị:
25 Ebe m nwere [a]ikike e nyere
m site na Jisus Kraịst, e mee m
gị baptism n'aha nke [b]Nna, na
nke Ọkpara, na nke Mụọ Nsọ.
Amen.
26 Ma mgbe ahụ ka unu
[a]ga-abịanye ha n'ime mmiri,
ma gụpụta ha ọzọ site n'ime
mmiri ahụ.
27 Ma n'ụdị a ka unu ga-eme
baptism n'aha m; n'ihi na lee,
n'ezie asị m unu, na Nna ahụ,
na Ọkpara ahụ, na Mụọ Nsọ bụ
[a]otu; ma a nọ m n'ime Nna, ma
Nna nọ n'ime m, ma Nna ahụ
na mụ bụ otu.
28 Ma dịka m siworo nye unu
iwu, otu ahụ ka unu ga-esi mee
baptism. Ma agaghị enwe [a]ịrụ
ụka n'etiti unu, dịka ọ na-adịrịị
na mbụ; ọbụghị ma a ga-enwe
ịrụ ụka n'etiti unu gbasara ihe
nile nke ozizi m, dịka ọ na-adị-
rịị na mbụ.
29 N'ihi na n'ezie, n'ezie asị m
unu, onye nke nwere mụọ nke
[a]ndọrọ-ndọrọ abụghị nke m,
kama ọ bụ nke [b]ekwensu, onye
bụ nna nke ndọrọ-ndọrọ, ma ọ
na-akpalite obi nile nke ndị
mmadụ iji iwe dọọ ndọrọ-ndọ-
rọ, otu onye na ibe ya.
30 Lee, nke a abụghị ozizi m,
iji iwe kpalite obi nile nke ndị
mmadụ, otu onye megide ibe
ya; mana nke a bụ ozizi m, na a
ga-akwụsị ụdị ihe ndị ahụ.

18*a* 3 Nif. 1:2, 10.
21*a* NGAN Ike.
*b* NGAN Baptism, Mee Baptism.
22*a* 1 Nif. 12:7; 3 Nif. 12:1.
*b* 3 Nif. 18:34.
23*a* 3 Nif. 12:2.
*b* NGAN Baptism, Mee Baptism—Ntozu-oke nile maka baptism.
*c* 3 Nif. 19:10–13.
25*a* Mosa. 18:13; OznỌd. 20:73. NGAN Baptism, Mee Baptism—Ikike kwesiri-ekwesi.
*b* NGAN Chineke, Chi-ukwu.
26*a* NGAN Baptism, Mee Baptism—Baptism site na-ịbịanye n'ime mmiri.
27*a* Jọn 17:20–22; 3 Nif. 28:10; Mọm 7:7; OznỌd. 20:28.
28*a* 1 Ndị-Kọ 1:10; Ndị-Efe. 4:11–14; OznỌd. 38:27.
29*a* 2 Tim. 2:23–24; Mosa. 23:15. NGAN Ndọrọ-ndọrọ.
*b* NAJS, Ndị-Efe. 4:26; Mosa. 2:32–33.

31 Lee, n'ezie, n'ezie, asị m
unu, aga m ekwupụtara unu
[a]ozizi m.
32 Ma nke a bụ [a]ozizi m, ma ọ
bụ ozizi ahụ nke Nna nyeworo
m; ma ana m [b]agba-ama maka
Nna, ma Nna na-agba ama
maka m, ma [c]Mụọ Nsọ na agba-
ama maka Nna na mụ; ma
ana m agba-ama na Nna nyere
mmadụ nile iwu, n'ebe nile, ka
ha chegharịa ma kwere na m.
33 Ma onye ọbụla kwere na
m, ma e [a]mee ya baptism, onye
ahụ a [b]ga-azọpụta ya; ma ha
bụ ndị [c]ga-eketa ala-eze nke
Chineke.
34 Ma onye ọbụla na-ekweghị
na m, ma e meghị ya baptism, a
ga-ama ya ikpe.
35 N'ezie, n'ezie, asị m unu, na
nke a bụ ozizi m, ma ana m
agba-ama maka ya site na Nna;
ma onye ọbụla [a]kwere na mụ
kwerekwara na Nna; ma ya ka
Nna ga-agbara ama maka m,
n'ihi na ọ [b]ga-eji ọkụ na [c]Mụọ
Nsọ leta ya.
36 Ma otu a ka Nna ga-agba-
ama maka mụ, ma Mụọ Nsọ ga-
agbara ya ama maka Nna na
mụ, n'ihi na Nna, na m, na Mụọ
Nsọ bụ otu.
37 Ma ọzọ asị m unu, unu
ga-echegharịrị, ma [a]dị ka nwa
ntakịrị, ma e mee unu baptism
n'aha m, ma-ọbụ ọdịghị ụzọ unu
ga-esi nwe ike ịnata ihe ndị a.
38 Ma ọzọ asị m unu, unu
ga-echegharịrị, ma e mee unu
baptism n'aha m, ma dị ka nwa
ntakịrị, ma-ọbụ ọdịghị ụzọ unu
ga-esi nwe ike iketa ala-eze nke
Chineke.
39 N'ezie, n'ezie, asị m unu, na
nke a bụ ozizi m, ma onye ọbụla
[a]wukwasịrị ụlọ n'elu nke a
wukwasịrị n'elu nkume m, ma
[b]ọnụ-ụzọ ama nile nke ala-mụọ
agaghị aka ha ike.
40 Ma onye ọbụla nke ga-
ekwupụta karịa ma-ọbụ welata
karịa nke a, ma hiwe ya maka
ozizi m, onye ahụ si na ihe ọjọọ
bịa, ma ewukwasịghị ya n'elu
nkume m; mana o na-ewukwa-
sị n'elu [a]ntọ-ala aja, ma ụzọ nile
nke ala-mụọ meghere emeghe
guzoro ịnabata ụdị onye ahụ
mgbe ide mmiri nile ga-abịa
ma ikuku nile kukwasị ha.
41 Ya mere, gaa n'iru gakwu-
ru ndị a, ma kwupụta okwu nile
nke m kwuuworo, ruo nsọtụ nile
nke ụwa.

## ISI 12

*Jisus wee kpọọ ma nye iri na abụọ ahụ ike — O wee kwuoro ndị Nifaị okwu yiri Okwu Chukwu ahụ e kwuru n'elu Ugwu — O wee kwuo Nkwupụta-Ịdị-Ngọzi nile — Nkuzi ya nile gafere ma buruzie iwu nke Moses ụzọ — E nyere ndị mmadụ iwu ka ha zuo oke ọbụna dịka ya na Nna ya zuru oke —*

31*a* 2 Nif. 31:2–21.
32*a* NGAN Ozizi nke Kraịst.
*b* 1 Jọn 5:7.
*c* 3 Nif. 28:11; Ita 5:4.
33*a* Mak. 16:16. NGAN Baptism, Mee Baptism—Ọdị mkpa.
*b* NGAN Nzọpụta.
*c* NGAN Ebube Selestịal.
35*a* Ita 4:12.
*b* 3 Nif. 9:20; 12:2.
*c* NGAN Mụọ Nsọ.
37*a* Mak. 10:15; Luk 18:17; Mosa. 3:19; 3 Nif. 9:22.
39*a* Mat. 7:24–29; Hil. 5:12. NGAN Oke-nkume.
*b* 3 Nif. 18:12–13.
40*a* 3 Nif. 14:24–27.

*Tulee Matiu isi 5. Ihe dịka afọ 34
mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na mgbe Jisus
gwaworo Nifaị okwu nile ndị
a, ma gwa ndị ahụ a kpọworo,
(ugbua ọnụ-ọgụgụ nke ndị a
kpọworo, ma nata ike na ikike
ime baptism, dị [a]iri na abụọ)
ma lee, o setịpụrụ aka ya, nye
igwe mmadụ ahụ ma tikuo ha,
na-asị: [b]Ngọzi na-adịrị unu ma
o bụrụ na unu ga-aña ntị n'o-
kwu nile nke iri na abụọ ndị a
ndị m [c]họrọworo site n'etiti
unu ilekọta unu, na ịbụ ndị-ozi
unu; ma ha ka m nyeworo ike
ka ha jiri mmiri mee unu bap-
tism; ma mgbe e jiworo mmiri
mesịa unu baptism, lee, aga m
eji ọkụ na Mụọ Nsọ mee unu
baptism; ya mere ngọzi na-adị-
rị unu ma ọbụrụ na unu ga-
ekwere na m ma e mee unu
baptism, mgbe unu hụsịworo
m ma mata na m nọ.
2 Ma ọzọ, ngọzi na adịrị ha
karịa bụ ndị [a]ga-ekwere n'okwu
unu nile n'ihi na unu ga-agba-
ama na unu ahụwo m, ma na
unu matara na m nọ. E, ngọzi
na adịrị ndị ga- ekwere n'okwu
unu nile, ma [b]gbadata n'ime
omimi nile nke obi umeala ma
e mee ha baptism, n'ihi na a
[c]ga-eji ọkụ na Mụọ Nsọ leta ha,
ma ha ga-anata nsachapụ nke
mmehie ha nile.
3 E, ngọzi na-adịrị ndị [a]dara
ogbenye n'ime mụọ ndị [b]na-
abịakwute m, n'ihi na nke ha ka
ala-eze nke elu-igwe bụ.
4 Ma ọzọ, ngọzi na-adịrị ndị
nile na-eru uju, n'ihi na a ga-
akasi ha obi.
5 Ma ngọzi na-adịrị ndị dị
[a]nwayọ n'obi, n'ihi na ha ga-
eketa [b]ụwa.
6 Ma ngọzi na-adịrị ndị nile
[a]agụụ na-agụ ma [b]akpịrị na-
akpọ kwa ha nkụ n'ịchụso
[c]ezi-omume, n'ihi na a ga-eme-
jupụta ha na Mụọ Nsọ.
7 Ma ngọzi na-adịrị ndị
[a]na-eme ebere, n'ihi na ha ga-
enweta ebere.
8 Ma ngọzi na-adịrị ndị nile dị
[a]ọcha n'obi, n'ihi na ha [b]ga-ahụ
Chineke.
9 Ma ngọzi na-adịrị ndị nile
[a]na-eme udo, n'ihi na a ga-akpọ
ha [b]ụmụ nke Chineke.
10 Ma ngọzi na-adịrị ndị nile
a [a]na-esogbu n'ihi aha m,
n'ihi nke ha ka ala-eze nke elu-
igwe bụ.
11 Ma ngọzi na-adịrị unu
mgbe ndị mmadụ ga-agwa unu
okwu ọjọọ ma sogbuo unu, ma
ga-ekwu ụdị okwu ọjọọ nile

**12** 1*a* 3 Nif. 13:25.
*b* NGAN Gọzie, Gọziri, Ngọzi.
*c* NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku.
2*a* OznỌd. 46:13–14. NGAN Kwere, Nkwenye.
*b* Ita 4:13–15.
*c* 3 Nif. 11:35; 19:13.
3*a* OznỌd. 56:17–18. NGAN Umeala, Ịdị Umeala.
*b* Mat. 11:28–30.
5*a* Ndi Rom 12:16; Mosa. 3:19. NGAN Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ.
*b* NGAN Ụwa.
6*a* 2 Nif. 9:51; Inọs 1:4.
*b* Jer. 29:13.
*c* Ilu 21:21.
7*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
8*a* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*b* OznỌd. 93:1.
9*a* NGAN Onye na Eme Udo.
*b* NGAN Ụmụ Ndịkom na Ụmụ Ndịnyom nke Chineke.
10*a* OznỌd. 122:5–9. NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.

megide unu na-abụghị ezi-
okwu, n'ihi m;
12 N'ihi na unu ga-enwe nnu-
kwu ọñụ ma nwee ọñụ karịa,
n'ihi na nnukwu ka [a]ụgwọ ọrụ
unu ga-adị n'elu-igwe; n'ihi na
otu ahụ ka ha sogburu ndị-
amụma nile ndị buru unu uzo.
13 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
enyere m unu ịbụ [a]nnu nke ụwa;
mana ọbụrụ na nnu ahụ ga-etụ-
fu ụtọ ya olee ebe a ga-esi tinye
ụwa nnu? Nnu ahụ adịghị kwa
ihe ọ dị mma ya site mgbe ahụ,
kama ka e tufuo ya na ka ndị
mmadụ na-azọ ya ụkwụ.
14 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
enyere m unu ịbụ ìhè nke ndị a.
Obodo-ukwu nke e wuru n'elu
ugwu enweghị ike izo-ezo.
15 Lee, ndị mmadụ ha na-amụ-
nye [a]oriọna ma debe ya n'okpu-
ru iko-ntụtụ? E-e, kama n'elu
osisi ịdọba oriọna, ma ọ na-enye
ndị nile nọ n'ime ụlọ ahụ ìhè;
16 Ya mere ka [a]ìhè unu si otu
a n'enwu n'iru ndị a, ka ha wee
hụ ọrụ ọma nile unu ma nye
Nna unu nke bi n'elu-igwe
otuto.
17 Unu echela na m bịara ibibi
iwu ahụ ma-ọbụ ndị-amụma.
Abịaghị m ibibi kama imezu;
18 N'ihi na n'ezie asị m unu,
otu mpekere ma-ọbụ otu nke
dịkasịrị ntakịrị agabigabeghị
site [a]n'iwu ahụ, kama n'ime m
e mejupụtawo ha nile.
19 Ma lee, enyewo m unu iwu
ahụ na iwu-nsọ ahụ nile nke
Nna m, ka unu wee kwere na
m, ma na unu ga-echegharị site
na mmehie nile unu, ma bịa-
kwute m jiri [a]obi tiwara etiwa
na mụọ nke nchegharị. Lee, unu
nwere iwu-nsọ nile ahụ n'iru
unu, ma e mezuwo [b]iwu ahụ.
20 Ya mere bịakwute m ma ka
a zọpụta unu; n'ihi na n'ezie asị
m unu, na ma ọbụghị na unu
ga-edebe iwu-nsọ m nile, nke m
nyeworo unu n'oge nke a, unu
enweghị ike n'ọnọdụ ọbụla ịba
n'ala-eze nke elu-igwe.
21 Unu anụwo na ndị mgbe
ochie ekwuwo ya, ma e dekwa-
ra ya n'iru unu, na ị gaghị
[a]egbu mmadụ, ma onye ọbụla
ga-egbu mmadụ ga-anọ n'ihe
egwu nke ikpe nke Chineke;
22 Mana asị m unu, na onye
ọbụla na-eweso nwanne ya iwe
ga-anọ n'ihe egwu nke ikpe ya.
Ma onye ọbụla ga-asị nwanne
ya Raka, ga-anọ n'ihe egwu nke
ndị-kansul ahụ; ma onye ọbụla
ga-asị, Gị onye-nzuzu, ga-anọ
n'ihe egwu nke ala-mụọ.
23 Ya mere, ọbụrụ na unu ga-
abịakwute m, ma-ọbụ ga-achọ
ịbịakwute m, ma cheta na nwan-
ne gị nwere ihe megide gị —
24 Gawa gakwuru nwanne
gị, ma buru ụzọ mee ka gị na
nwanne gị [a]dị n'udo ma mgbe
ahụ jiri nzube zuru oke nke
obi bịakwute m, ma aga m ana-
bata gị.
25 Kwekọrịta gị na onye iro
gị ọsọ-ọsọ mgbe gị na ya nọ

12*a* Ita 12:4.
13*a* OznỌd. 101:39–40.
NGAN Nnu.
15*a* Luk 8:16.
16*a* 3 Nif. 18:24.
18*a* NGAN Iwu nke Moses.
19*a* 3 Nif. 9:20.
NGAN Obi Tiwara Etiwa.
*b* 3 Nif. 9:17.
21*a* Ọpụ. 20:13; Mosa. 13:21; OznỌd. 42:18.
24*a* NGAN Gbaghara.

n'ụzọ, adịghị ama ama mgbe
ọbụla ọ ga-enweta gị, ma a ga-
atụba gị n'ụlọ-mkpọrọ.
26 N'ezie, n'ezie, asị m gị, ọdị-
ghị ụzọ ọbụla ị ga-esi pụta n'e-
be ahụ ruo mgbe ị kwụworo
sinaịn ikpe-azụ. Ma mgbe ị nọ
n'ụlọ-mkpọrọ ị ga-enwe ike
ịkwụ ọbụna otu [a]sinaịn? N'ezie,
n'ezie, asị m gị, E-e.
27 Lee, ndị mgbe ochie dere
ya, na ị agaghị [a]akwa iko.
28 Mana asị m unu, na onye
ọbụla lekwasịrị nwanyị anya,
[a]inweso ya agụụ ọchịchọ nke
anụ-arụ, akwawọrịị iko n'ime
obi ya.
29 Lee, enye m unu iwu-nsọ,
ka unu ghara ikwe nke ọbụla
n'ime ihe ndị a ịbata n'ime
[a]obi unu.
30 N'ihi na ọ ka mma na unu
jụrụ onwe unu ihe ndị a, n'ime
nke unu ga-ebulite [a]obe unu, ka-
rịa na a ga-atụba unu n'ala-mụọ.
31 Edewo ya, na onye ọbụla
ga-achụpụ nwunye ya, ka o
nye ya ihe e dere ede nke [a]alụ-
kwaghị m.
32 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
na onye ọbụla [a]ga-achụpụ nwu-
nye ya, ma ọbụghị maka [b]ịkwa-
iko, na-eme ka ọ [c]kwaa iko;
ma onye ọbụla ga-alụ onye
ahụ a gbaara alụkwaghị m
na-akwa iko.
33 Ma ọzọ e dere ya, ị gaghị
añụ-iyi, kama Ị ga-emere Onye-
nwe [a]ịñụ-iyi gị nile.
34 Mana n'ezie, n'ezie, asị m
unu, [a]añụla iyi ma ọlị; ọbụghị
ijiri elu-igwe, n'ihi na o bụ oche-
eze Chineke.
35 Ọbụghị ijiri ụwa n'ihi na ọ
bụ ebe mgbakwasị-ụkwụ ya.
36 Ọ bụghị ma unu ga-eji isi
unu ñụọ iyi, n'ihi na unu enwe-
ghị ike ime otu agịrị-isi ojii
ma-ọbụ nke ọcha;
37 Mana ka ikwukọrịta okwu
unu bụrụ E, e; E-e, e-e; n'ihi na
ihe ọbụla sitere na nke karịrị nke
a bịa bụ ajọọ ihe.
38 Ma lee, e dere ya, [a]otu anya
maka otu anya, na otu mkpụrụ
eze maka otu mkpụrụ eze;
39 Mana asị m unu, na unu
agaghị [a]eguzogide ajọọ ihe,
kama onye ọbụla ga-akụ unu
ihe na nti aka nri, [b]tụgharịa kwa-
ra ya nti nke ọzọ;
40 Ma ọbụrụ na onye ọbụla
ga-agbara gị akwụkwo n'ụlọ
ikpe ma napụ gị uwe elu-arụ
gị, mee ka o were kwa uwe
ime-arụ gị;
41 Ma onye ọbụla ga-akwagi-
de gị ịga otu maịlụ, soro ya
gaa abụọ.
42 [a]Nye onye nke na-arịọ gị,
ma site na onye nke ga-achọ
ịgbaziri gị ihe agbanyekwala
ya azụ.
43 Ma lee e dekwara ya, na ị

26*a* Alma 11:3.
27*a* 2 Nif. 9:36; OznỌd. 59:6.
28*a* OznỌd. 42:23. NGAN Ọchịchọ nke Anụ Arụ.
29*a* Ọlndoz. 8:22.
30*a* Mat. 10:38; 16:24; Luk 9:23.
31*a* NGAN Alụkwaghịm nke Di na Nwunye.
32*a* Mak. 10:11–12.
*b* NGAN Ịkwa-iko dị n'etiti ndị Na-alụghị Alụlụ.
*c* NGAN Ịkwa-iko.
33*a* NGAN Ịñụ-iyi.
34*a* NGAN Ikwụtọ Ikwuhie.
38*a* Lev. 24:20.
39*a* 3 Nif. 6:13; 4 Ne. 1:34; OznỌd. 98:23–32.
*b* NGAN Ndidi.
42*a* Jekọb 2:17–19; Mosa. 4:22–26.

ga-ahụ onye-agbata-obi gị n'a-
nya ma kpọọ onye iro gị asị;
44 Mana lee asị m unu, hụ [a]ndị
iro unu n'anya, gọzie ha bụ ndị
na-akọcha unu, na-emere ndị
kpọrọ unu asị ihe ọma, ma [b]na-
ekpere ndị na-eji unu eme ihe
nleda-anya ma na-esogbu unu
ekpere;
45 Ka unu wee bụrụ ụmụ nke
Nna unu bi n'elu-igwe; n'ihi na
ọ na-eme ka anyanwụ waara
onye ọjọọ na onye ọma.
46 Ya mere ihe ndị ahụ nke
bụụrụ nke mgbe ochie, nke dịịrị
n'okpuru iwu, n'ime m ka e me-
zuru ha nile.
47 [a]Ihe ochie nile agafewo, ma
ihe nile aghọwo ihe ọhụrụ.
48 Ya mere ọ ga-adị m mma ka
unu [a]zuo oke ọbụna dịka m, ma-
ọbụ Nna unu nke bi n'elu-igwe
zuru oke.

## ISI 13

*Jisus wee kụziere ndị Nifaị Ekpere nke Onye-nwe—Ha ga-akpado akụ nile n'elu-igwe—Iri na abụọ ahụ na ije-ozi ha e nyere ha iwu nsọ ka ha ghara ichegbu onwe ha maka ihe nile nke ụwa a—Tulee Matiu isi 6. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

N'ezie, n'ezie, asị m na ọ dị m
ka asị na unu ga-enye ndị
ogbenye [a]onyinye; mana kpa-
chara-anya ka unu ghara inye
ndị ogbenye onyinye n'iru ndị
mmadụ ka ha wee hụ unu; ma
ọdịghị otu a, unu enweghị
ụgwọ ọrụ nke Nna unu nke bi
n'elu-igwe.
2 Ya mere, mgbe unu ga-enye
ndị ogbenye onyinye egbula opi
na-aga, dịka ndị iru-abụọ ga-
eme n'ụlọ-nzukọ nile na n'okpo-
ro-ụzọ nile, ka ha wee nweta
[a]otuto nke ndị mmadụ. N'ezie
asị m unu, ha enwetawo ụgwọ
ọrụ ha.
3 Ma mgbe unu na-enye onyi-
nye ekwela ka aka ekpe unu
mata ihe aka nri unu na-eme;
4 Ka onyinye unu nyere wee
bụrụ na nzuzo; ma Nna unu
onye na-ahụ na nzuzo, n'onwe
ya ga-akwụ unu ụgwọ ọrụ n'ebe
anya-na-ahụ.
5 Ma mgbe unu [a]na-ekpe ekpe-
re unu agaghị eme ka ndị
iru-abụọ, n'ihi na ha hụrụ ikpe
ekpere, iguzoro n'ụlọ-nzukọ
nile na n'akụkụ okporo-ụzọ
nile n'anya, ka ndị mmadụ wee
hụ ha. N'ezie asị m unu, ha
enwetawo ụgwọ ọrụ ha.
6 Mana unu, mgbe unu na-
ekpe ekpere, baa n'ime ụlọ-nta
unu, ma mgbe unu mechiworo
ụzọ, kpeere Nna unu onye nọ na
nzuzo; ma Nna unu, onye na-
ahụ na nzuzo, ga-akwụ unu
ụgwọ ọrụ n'ebe anya-na-ahụ.
7 Mana mgbe unu na-ekpe
ekpere, ejila okwu-nkwukwasị
na abaghị uru, dịka ndị na-
ekweghị-ekwe, n'ihi na ha chere
na a ga-anụ olu ha maka ikwu
ọtụtụ okwu ha.
8 Unu adịkwala ka ha, n'ihi na

44*a* Ilu 24:17; Alma 48:23.
*b* Ọlndoz. 7:59–60.
47*a* 3 Nif. 15:2, 7; OznỌd. 22:1.
48*a* Mat. 5:48; 3 Nif. 27:27. NGAN Zuru-oke.
**13** 1*a* NGAN Inye Ndị Ogbenye Onyinye, Onyinye a na-Enye Ogbenye.
2*a* OznỌd. 121:34–35.
5*a* NGAN Ekpere.

Nna unu [a]matara ihe ndị dị unu
mkpa tutu unu arịọ ya.
9 Ya mere n'ụdị [a]usoro nke a
[b]na-ekpe nu ekpere: [c]Nna anyị
nke bi n'elu-igwe, ka e doo aha
Gị nsọ.
10 Ka e mee ọchịchọ Gị n'ụwa
dịka ọ dị n'elu-igwe.
11 Ma gbaghara anyị ụgwọ nile
anyị ji, dịka anyị si na-agbagha-
ra ndị ji anyị ụgwọ.
12 Ma [a]edubala anyị n'ime
ọnwụnwa, kama napụta anyị
site n'ihe ọjọọ.
13 N'ihi na nke Gị ka ala-eze
bụ, ma ike, ma otuto, ruo mgbe
nile. Amen.
14 N'ihi na, ọbụrụ na unu [a]na-
agbaghara ndị mmadụ njehie
ha nile Nna unu nke elu-igwe
ga-agbaghakwara unu;
15 Mana ọbụrụ na unu agba-
gharaghị ndị mmadụ njehie ha
nile ọbụghị ma Nna unu ọ ga-
agbaghara njehie unu nile.
16 Nke ka nke, mgbe unu [a]na-
ebu-ọnụ unu adịla ka ndị iru-
abụọ, na-edebe mbara iru ha na
mwute, n'ihi na ha na-emebi
ụdị iru ha ka ha gosipụta ndị
na-ebu-ọnụ n'iru ndị mmadụ.
N'ezie asị m unu, ha enwetawo
ụgwọ ọrụ ha.
17 Mana unu, mgbe unu na-
ebu-ọnụ, tee isi unu mmanụ,
ma saa iru unu;
18 Ka unu ghara igosipụta
n'iru ndị mmadụ na unu na-ebu-
ọnụ, kama nye Nna unu, onye
nọ na [a]nzuzo; ma Nna unu, onye
na-ahụ na nzuzo, ga-akwụ unu
ụgwọ ọrụ n'ebe anya na-ahụ.
19 Akpadokwala akụ nye
onwe unu n'elu ụwa, ebe ahụhụ
na nchara na-emebi ihe, ma ndị-
ori na-etịka baa ma zuo ori;
20 Mana debere onwe unu
[a]akụ n'elu-igwe, ebe ma-ọbụ
ahụhụ ma-ọbụ nchara na-adịghị
emebi, na ebe ndị-ori na-anaghị
etịka baa ma-ọbụ zuo ori.
21 N'ihi na ebe akụ unu dị,
n'ebe ahụ ka obi unu ga-adị kwa.
22 [a]Ìhè nke arụ bụ anya; ya
mere, ọbụrụ na, anya unu ele-
kwasị otu ebe, arụ unu nile ga
ejupụta n'ìhè.
23 Mana ọbụrụ na anya unu dị
njọ, arụ unu nile ga-ejupụta n'ọ-
chịchịrị. Ya mere, ọ bụrụ na, ìhè
nke dị n'ime unu bụrụ ọchịchịrị,
lee otu ọchịchịrị ahụ ga-aha
n'ịdị ukwuu!
24 Ọ dịghị onye nwere ike [a]ife
nna-ukwu abụọ; n'ihi na ma
ọbụghị na ọ ga-akpọ otu asị
ma hụ nke ọzọ n'anya, ma-ọbụ
ma ọdịghị otu ahụ ọ ga-ejide otu
ma leliạ nke ọzọ. Unu enweghị
ike ife Chineke na Mamọn.
25 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Jisus kwuworo okwu nile
ndị a, o lekwasịrị iri na abụọ ahụ
ndị ọ họrọworo anya, ma sị ha:
Cheta okwu nile ndị m kwuwo-
ro. N'ihi na lee, unu bụ ndị nke
m họrọworo [a]ikwụsa ozi-ọma
nye ndị a. Ya mere asị m unu,

8*a* OznỌd. 84:83.
9*a* Mat. 6:9–13.
*b* NGAN Ekpere.
*c* NGAN Chineke, Chi-ukwu—Chineke Nna ahụ.
12*a* NAJS, Mat. 6:14.
14*a* Mosa. 26:30–31; OznỌd. 64:9. NGAN Gbaghara.
16*a* Aisa. 58:5–7. NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
18*a* OznỌd. 38:7.
20*a* Hil. 5:8; 8:25.
22*a* OznỌd. 88:67.
24*a* 1 Sam. 7:3.
25*a* NGAN Onye-ozizi.

[b]echegbula onwe unu maka ndụ
unu, ihe unu ga-eri, ma-ọbụ ihe
unu ga-añụ; ma-ọbụ kwa maka
arụ unu, ihe unu ga-eyịkwasị.
Ọ bụghị ndụ karịrị ihe oriri, na
arụ ọ karịghị ihe oyiyi?
26 Lee anụ-ufe nile nke ikụkụ,
n'ihi na ha adịghị akụ mkpụrụ,
ọbụghị ma ha na-aghọ mkpụrụ
ma-ọbụ kpokọta tiba n'ọba nile;
mana Nna unu nke elu-igwe na-
enyeju ha afọ. Ọ bụ na unu eji-
ghi ihe dị ukwuu kara ha mma?
27 Onye n'ime unu site n'iche-
gbu onwe ya ga-enwe ike itinye
otu kubit n'ogologo ya?
28 Ma gịnị mere unu jiri na-
echegbu onwe unu maka ihe
oyiyi? Tulee okoko-osisi nile
nke ubi otu ha si na-eto; ha ana-
ghị arụ ọrụ, ọbụghị ma ha na-
akụ ogho;
29 Ma na asị m unu, na ọbụna
Solomon, n'otuto ya nile, achọ-
ghị ya mma dịka otu n'ime
ndị a.
30 Ya mere, ọbụrụ na Chineke
siri otu ahụ yiwe ahịhịa nke ubi
uwe, nke dị taa, ma echi atụba
ya n'ite ọkụ, ọbụna otu ahụ ka ọ
ga-esi yiwe unu uwe, ma ọbụrụ
na unu abụghị ndị okwukwe nta.
31 Ya mere echegbula onwe
unu, na-asị, Gịnị ka anyị ga-eri?
Ma ọbụ, Gịnị ka anyị ga-añụ?
Ma ọbụ, Gịnị ka a ga-eji yiwe
anyị uwe?
32 N'ihi na Nna unu nke elu-
igwe matara na ihe ndị a nile
na-akpa unu.
33 Mana buru nụ ụzọ chọọ
[a]ala-eze nke Chineke na ezi-
omume ya, ma a ga-agbakwu-
nyere unu ihe nile ndị a.
34 Ya mere echerela onwe unu
maka echi, n'ihi na echi ga-
echere onwe ya maka ihe nile
nke onwe ya. Ihe ọjọọ dị na ya
ezuworo ụbọchị.

## ISI 14

*Jisus wee nye iwu-nsọ nile: Ekpela ikpe; jụọ Chineke; kpachara-anya maka ndị-amụma ụgha—O wee kwe ndị ga-eme ọchịchọ nke Nna ya nkwa nzọpụta—Tulee Matiu isi 7. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
Jisus kwuworo okwu nile ndị a
ọ tụgharịrị ọzọ n'ebe igwe mma-
dụ ahụ nọ, ma megheere ha ọnụ
ya ọzọ, na-asị: N'ezie, n'ezie, asị
m unu, [a]Ekpela ikpe, ka a ghara
ikpe unu ikpe.
2 [a]N'ihi na ihe ọbụla unu jiri
kpee ikpe, ka a ga-eji kpee kwa
unu; ma ihe ọbụla unu jiri tụọ,
ka a ga-eji tụọrọ unu ọzọ.
3 Ma gịnị ka ị na-elere irighiri
nke dị n'anya nwanne gị, mana
ị tuleghị osisi nke dị n'anya
nke gị?
4 Ma-ọbụ olee otu ị ga-esi sị
nwanne gị: Ka m dọpụta irighiri
site n'anya gị—ma lee, osisi dị
n'anya nke gị?
5 Gị onye iru-abụọ, buru ụzọ
wepụ [a]osisi ahụ site n'anya nke
gị; ma mgbe ahụ ka ị ga-ahụ ụzọ
nke ọma iwepụ irighiri ahụ site
n'anya nwanne gị.

25*b* Alma 31:37–38; OznOd. 84:79–85.
33*a* Luk 12:31.
**14** 1*a* NAJS, Mat. 7:1–2; Jọn 7:24.
2*a* Mọm 8:19.
5*a* Jọn 8:3–11.

6 Enyekwala ụmụ nkịta ihe
ahụ nke dị [a]nsọ, ọbụghị ma unu
ga-atụpụ ọla pel unu n'iru igwe
ézì, adịghị ama ama ha zọgide
ha n'okpuru ụkwụ ha, ma tụ-
gharịa ọzọ ma dọkasịa unu.
7 [a]Rịo, ma a ga-enye unu ya;
chọọ, ma unu ga-achọta; kụọ
aka, ma a ga-emeghere unu ya.
8 N'ihi na onye ọbụla nke na-
arịọ, na-anata; ma onye na-achọ,
na-achọta; ma onye nke na-akụ
aka, a ga-emeghere ya.
9 Ma-ọbụ olee onye nọ n'ime
unu, ọbụrụ na nwa ya nwoke rịọ
achịcha, ga-enye ya okwute?
10 Ma-ọbụ ọbụrụ na ọ rịọ azụ,
ọ ga-enye ya agwọ?
11 Ọ bụrụ na unu mgbe ahụ,
ebe unu bụ ndị ọjọọ, matara otu
esị enye ụmụ unu onyinye ọma,
olee otu Nna unu nke bi n'elu-
igwe ga-esi enye ndị rịọrọ ya ihe
ọma nke karịrị?
12 Ya mere, ihe nile ọbụla unu
chọrọ ka ndị mmadụ na-emere
unu, [a]meere nu ha ọbụna otu
ahụ, n'ihi na nke a bụ iwu ahụ
na ndị-amụma ahụ.
13 Banye nu n'ụzọ nke dị
[a]mkpafa, n'ihi na obosara ka
ọnụ-ụzọ-ama ahụ dị, ma [b]mbara
ka ụzọ ahụ dị, nke na-edụba na
mbibi, ma ọtụtụ ka ha dị bụ ndị
na-aba site na ya;
14 N'ihi na mkpafa ka [a]ọnụ-
ụzọ-ama ahụ dị, ma [b]wara-wara
ka ụzọ ahụ dị, nke na-edụba na
ndụ, ma [c]ole na ole ka ha dị bụ
ndị na-achọta ya.
15 Kpachapụ-anya maka [a]ndị-
amụma-ụgha, ndị na-abịakwu-
te unu n'ihe oyiyi atụrụ, mana
n'ime ime ha bụ nkịta-ọhịa na-
apụnara atụrụ.
16 Unu ga-amata ha site na
mkpụrụ ha nile. Ndị mmadụ
ha na-ekpokọta mkpụrụ-osisi
vine nke ogwu, ma-ọbụ osisi fig
nke ogwu ogwu?
17 Ọ bụna otu ahụ osisi ọma
ọbụla na-amịpụta mkpụrụ ọma;
mana osisi mebiri emebi na-amị-
pụta mkpụrụ ọjọọ.
18 Osisi ọma enweghị ike imi-
pụta mkpụrụ ọjọọ, ọbụghị ma
osisi mebiri emebi ga-amịpụta
mpụrụ ọma.
19 Osisi ọbụla nke [a]na-amịpụ-
taghị mkpụrụ ọma a ga-egbutu
ya, ma tụba ya n'ime ọkụ.
20 Ya mere, site na [a]mkpụrụ ha
nile unu ga-amata ha.
21 Ọ bụghị onye ọbụla nke
na-asị m, Onye-nwe, Onye-nwe,
ga-aba n'ala-eze nke elu-igwe;
kama onye nke na-eme ọchịchọ
nke Nna m nke bi n'elu-igwe.
22 Ọtụtụ [a]ga-asị m n'ụbọchị
ahụ: Onye-nwe, Onye-nwe, ọbụ
na anyị ebubeghị amụma n'aha
gị, ma n'aha gị chụpụwo ajọọ-
mụọ nile, ma n'aha gị rụwo ọtụ-
tụ ọrụ dị ebube?
23 Ma mgbe ahụ ka m ga-
ekwupụtara ha: Ọ dịghị mgbe

6*a* NGAN Nsọ.
7*a* 3 Nif. 27:29.
NGAN Ekpere.
12*a* NGAN Ọmiko.
13*a* Luk 13:24;
3 Nif. 27:33.
*b* OznỌd. 132:25.
14*a* 2 Nif. 9:41; 31:9,
17–18;
OznỌd. 22:1–4.
*b* 1 Nif. 8:20.
*c* 1 Nif. 14:12.
15*a* Jer. 23:21–32;
2 Nif. 28:9, 12, 15.
19*a* Mat. 3:10;
Alma 5:36–41;
OznỌd. 97:7.
20*a* Luk 6:43–45;
Moro. 7:5.
22*a* Alma 5:17.

ọbụla m [a]matara unu; [b]si n'ebe
m nọ pụọ, unu ndị na-arụ ọrụ
ọjọọ.
24 Ya mere, onye ọbụla nụrụ
ihe nkwupụta m nile ndị a ma
na-eme ha, aga m atụnyere ya
onye amamihe, nke wuru ụlọ
ya n'elu [a]nkume—
25 Ma [a]mmiri-ozuzo gbadata-
ra, ma ide-mmiri nile bịara, ma
ifufe nile fere, ma fekwasị ụlọ
ahụ; ma ọ [b]daghị, n'ihi na a tọrọ
ntọ-ala ya n'elu okwute.
26 Ma onye ọbụla nke na-anụ
ihe nkwupụta m nile ndị a ma
ghara ime ha a ga-atụnyere ha
onye nzuzu, nke wuru ụlọ ya
n'elu [a]aja—
27 Ma mmiri-ozuzo gbadata-
ra, ma ide mmiri nile bịara, ma
ifufe nile fere, ma fekwasị ụlọ
ahụ; ma ọ dara, ma nnukwu ka
ọdịda ya dị.

## ISI 15

*Jisus wee kwupụta na e mejupụtara iwu nke Moses na ya—Ndị nke Nifaị bụ atụrụ nke ọzọ ahụ nke o kwuru maka ya na Jerusalem—N'ihi ajọọ-omume, ndị nke Onyenwe nọ na Jerusalem amataghị maka atụrụ nke Israel e kposasịrị. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
Jisus kwuchaworo ihe nkwupụ-
ta nile ndị a, o lepụrụ anya ya
gburu-gburu lee igwe mmadụ
ahụ, ma sị ha: Lee, unu anụwo
ihe nile nke m kuziri tutu mụ
arigokwuru Nna m; ya mere,
onye ọbụla na-echeta ihe ndị a
nke m kwuworo ma [a]na-eme ha,
ya ka m [b]ga-ekulite n'ụbọchị
ikpe-azụ.
2 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
kwuworo okwu ndị a ọ hụrụ na
e nwere ụfọdụ n'etiti ha ọ tụrụ
n'anya, ma chee ihe ọ ga-eme
gbasara [a]iwu nke Moses; n'ihi
na ha aghọtaghị ihe nkwupụta
ahụ na ihe ochie nile agabiga-
wo, ma na ihe nile aghọwo ihe
ọhụrụ.
3 Ma ọ sịrị ha: Ya atụla unu
n'anya na asị m unu na ihe ochie
nile agabigawo, ma na ihe nile
aghọwo ihe ọhụrụ.
4 Lee, asị m unu na e mejupụ-
tawo [a]iwu ahụ nke e nyere
Moses.
5 Lee, [a]abụ m onye nke nyere
iwu ahụ, ma abụ m onye nke ya
na ndị m Israel gbara-ndụ; ya
mere, iwu ahụ n'ime m e meju-
pụtara ya, n'ihi na abịawo m
[b]imejupụta iwu ahụ; ya mere o
nwere ọgwụgwụ.
6 Lee, anaghị m [a]ebibi ndị-
amụma, n'ihi na ka ha ra bụ ndị
a na-emejupụtabeghị n'ime m,
n'ezie asị m unu, a ga-emejupụ-
ta ha nile.
7 Ma n'ihi na asị m unu na ihe
ochie nile agabigawo, anaghị m
ebibi ihe ahụ nke e kwuworo
gbasara ihe ndị nke ga-abịa.
8 N'ihi na lee, [a]ọgbụgba-ndụ
ahụ nke m meworo mụ na

23*a* Mosa. 5:13; 26:24–27.
*b* Luk 13:27.
24*a* NGAN Oke-nkume.
25*a* Alma 26:6; Hil. 5:12.
*b* Ilu 12:7.
26*a* 3 Nif. 11:40.
**15** 1*a* Jemes 1:22.
*b* 1 Nif. 13:37; OznỌd. 5:35.
2*a* NGAN Iwu nke Moses.
4*a* Mosa. 13:27–31; 3 Nif. 9:17–20.
5*a* 1 Ndị-Kọ 10:1–4; 3 Nif. 11:14. NGAN Jehova.
*b* Alma 34:13.
6*a* 3 Nif. 23:1–5.
8*a* 3 Nif. 5:24–26.

ndị m, e mejupụtabeghị ha
nile; mana iwu ahụ nke e nye-
woro Moses nwere ọgwụgwụ
n'ime m.
9 Lee, abụ m [a]iwu ahụ, na
[b]ìhè ahụ. Lekwasị m anya, ma
nagide ruo ọgwụgwụ, ma unu
[c]ga-adị ndụ; n'ihi na onye ahụ
[d]na-anọgide ruo ọgwụgwụ ka
m ga-enye ndụ-ebighi-ebi.
10 Lee, enyewo m unu [a]iwu-
nsọ nile ahụ; ya mere debe iwu-
nsọ m nile. Ma nke a bụ iwu ahụ
na ndị-amụma nile ahụ, n'ihi na
n'ezie ha [b]gbara-ama maka m.
11 Ma o wee ruo na mgbe
Jisus kwuworo okwu ndị a, ọ
sịrị iri na abụọ ndị ahụ nke
ọ họrọworo:
12 Unu bụ ndị na-eso ụzọ m;
ma unu bụ ìhè nye ndị a, ndị bụ
ndị fọdụrụ nke ụlọ nke [a]Josef.
13 Ma lee, nke a bụ [a]ala nke
nketa unu; ma Nna enyewo
unu ya.
14 Ma ọdịghị mgbe ọbụla Nna
nyeworo m iwu-nsọ na m [a]ga-
agwa ya ụmụnne unu nọ na
Jerusalem.
15 Ọ bụghị ma ọ dị mgbe Nna
nyeworo m iwu-nsọ na m ga-
agwa ha gbasara [a]agbụrụ ndị
ọzọ nke ụlọ nke Israel ahụ,
ndị nke Nna dupụworo site
n'ala ahụ.
16 Nke ha otu a ka Nna nyere
m iwu-nsọ, na m ga-agwa ha.
17 Na e nwere m atụrụ ndị ọzọ
ndị na-abụghị nke ogige-atụrụ
nke a; ha kwa ka m ga-akpọta-
rịrị, ma ha ga-anụ olu m; ma a
ga-enwe otu ogige atụrụ, na otu
[a]onye-ọzụzụ atụrụ.
18 Ma ugbua, n'ihi ịkpọ-
ekwe-nkụ na ekweghị-ekwe,
ha [a]aghọtaghị okwu m; ya mere
enyere m iwu ka m ghara ịgwa
kwa ha ọzọ site na Nna gbasara
ihe nke a.
19 Mana, n'ezie, asị m unu na
Nna enyewo m iwu, ma ana m
agwa unu ya, na ekewapụrụ
unu site n'etiti ha n'ihi ajọọ-
omume ha; ya mere ọ bụ n'ihi
ajọọ-omume ha ka ha jiri mata-
ghị maka unu.
20 Ma n'ezie, asị m unu ọzọ na
agbụrụ nke ọzọ ahụ ka Nna ke-
wapụtaworo site na ha; ma ọ
bụ n'ihi ajọọ-omume ha ka ha
jiri mataghị maka ha.
21 Ma n'ezie asị m unu, na
unu bụ ndị ahụ nke m sịrị:
Enwere m [a]atụrụ ndị ọzọ ndị
na-abụghị nke ogige-atụrụ nke
a; ha kwa ka m ga-akpọtarịrị,
ma ha ga-anụ olu m; ma a ga-
enwe otu ogige-atụrụ, na otu
onye-ọzụzụ-atụrụ.
22 Ma ha aghọtaghị m, n'ihi na
ha chere na ọ bụrụ [a]ndị Jentaịlụ;
n'ihi na ha aghọtaghị na a [b]ga-
agbanwe ndị Jentaịlụ site n'i-
kwusa ozi-ọma ha.
23 Ma ha aghọtaghị m na m
sịrị na ha ga-anụ olu m; ma ha

9*a* 2 Nif. 26:1.
*b* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*c* Jọn 11:25; OznỌd. 84:44.
*d* NGAN Nọgide.
10*a* 3 Nif. 12:20.
*b* Mosa. 13:33.
12*a* NGAN Josef, Nwa-nwoke nke Jekọb.
13*a* 1 Nif. 18:22–23.
14*a* 3 Nif. 5:20.
15*a* 3 Nif. 16:1–4. NGAN Israel—Agbụrụ iri nke Israel furu-efu.
17*a* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
18*a* OznỌd. 10:59.
21*a* Jọn 10:14–16.
22*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
*b* Ọlndoz. 10:34–48.

aghọtaghị m na ndị [a]Jentaịlụ
agaghị enwe ike mgbe ọbụla
ịnụ olu m—na mụ agaghị ego-
sipụta ha onwe m ma ọbụghị
site na [b]Mụọ Nsọ.

24 Mana lee, unu anụwo [a]olu
m ma hụ kwa m; ma unu bụ
atụrụ m, ma agụnyere unu n'e-
titi ndị Nna [b]nyeworo m.

## ISI 16

*Jisus ga-eleta ndị ọzọ nke atụrụ
ahụ furu efu nke Israel—N'ụbọ-
chị ndị ikpe-azụ ozi-ọma ahụ
ga-agaru ndị Jentaịlụ ma mgbe
ahụ garuo ụlọ nke Israel—Ndị
nke Onye-nwe ga-ahụ anya na
anya mgbe ọ ga-eweta Zaịọn ọzọ.
Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị
Kraịst.*

MA n'ezie, n'ezie, asị m unu na
enwere m [a]atụrụ ndị ọzọ, ndị
na-abụghị nke ala nke a, ọbụghị
ma ha bụ nke ala nke Jerusalem,
ọbụghị ma-ọbụ n'ime akụkụ
nile ọbụla nke ala ahụ gburu-
gburu ebe nile m gaworo ikwu-
sa ozi-ọma.

2 N'ihi na ndị ahụ m na-ekwu
maka ha bụ ndị ruo ugbua ha
anụbeghị olu m; ọbụghị ma
Mụ n'oge ọbụla egosipụtawo m
onwe m nye ha.

3 Mana anatawo m iwu-nsọ
nke Nna na m ga-agakwuru [a]ha,
ma na ha ga-anụ olu m, ma a
ga-agụnye ha n'etiti atụrụ m, ka
ha wee buru otu ogige-atụrụ na
otu onye-ọzụzụ-atụrụ; ya mere
a na m a ga-igosi ha onwe m.

4 Ma enye m unu iwu-nzọ na
unu ga-ede [a]ihe nkwupụta ndị
a mgbe m laworo, na ọbụrụ
na ndị m nọ na Jerusalem, ndị
nke hụworo m ma nọnyeworo
m n'ije-ozi m, anaghị arịọ Nna
n'aha m, ka ha nwe ike nata
mmata n'aka unu site na Mụọ
Nsọ, na kwa maka agbụrụ
ndị ọzọ ndị ha na-amataghị
maka ha, na ihe nkwupụta ndị
a nke unu ga-ede a ga-edebe
ha ma a ga-egosipụta ha nye
[b]ndị Jentaịlụ, nke bụ na site
n'uju nke ndị Jentaịlụ, mkpụ-
rụ-afọ ha ndị nke fọdụrụ, ndị a
ga ekposasị n'elu iru nke ụwa
n'ihi ekweghị-ekwe ha, e nwe-
re ike ịkpọbata ha, ma-ọbụ e
nwere ike ịkpọta ha [c]n'ịmata m,
onye Mgbapụta ha.

5 Ma mgbe ahụ ka m [a]ga-akpọ-
kọta ha bata site n'akụkụ anọ
nile nke ụwa; ma mgbe ahụ ka
m ga-emejupụta [b]ọgbụgba-ndụ
ahụ nke Nna gbaworo nye ndị
[c]ụlọ nke Israel nile.

6 Ma ngọzi na-adịrị ndị [a]Jentaị-
lụ, n'ihi okwukwe ha n'ime m,
n'ime na maka [b]Mụọ Nsọ, nke

23*a* Mat. 15:24.
*b* 1 Nif. 10:11.
NGAN Mụọ Nsọ.
24*a* Alma 5:38;
3 Nif. 16:1–5.
*b* Jọn 6:37;
OznỌd. 27:14.
**16** 1*a* 3 Nif. 15:15.
NGAN Israel—
Agbụrụ iri nke Israel
furu-efu.
3*a* 3 Nif. 17:4.
4*a* NGAN Akwụkwọ-
nsọ nile.
*b* 1 Nif. 10:14;
3 Nif. 21:6.
*c* Ezik. 20:42–44;
3 Nif. 20:13.
5*a* NGAN Israel—
Mkpokọta nke Israel.
*b* 3 Nif. 5:24–26.
*c* 1 Nif. 22:9;
3 Nif. 21:26–29.
6*a* 1 Nif. 13:30–42;
2 Nif. 30:3.
*b* 2 Nif. 32:5;
3 Nif. 11:32, 35–36.
NGAN Mụọ Nsọ.

na-agbara ha ama maka m, na
maka Nna.
7 Lee, n'ihi okwukwe ha na m,
ka Nna sịrị, na n'ihi ekweghị-
ekwe nke unu, O ụlọ nke Israel,
[a]n'ụbọchị ikpe-azụ ka ezi-okwu
ahụ ga-abịakwute ndị Jentaịlụ,
ka e wee mee ka ha mata uju
nke ihe ndị a nile.
8 Mana ahụhụ, ka Nna sịrị,
na-adịrị ndị ekweghị-ekwe nke
ndị Jentaịlụ—n'ihi na na-agba-
nyeghị ha abịarutawo n'elu iru
nke ala nke a, ma ha [a]ekposasị-
wo ndị m ndị bụ nke ụlọ nke
Israel; ma ndị m ndị bụ nke ụlọ
nke Israel [b]achụpụwo ha site
n'etiti ha, ma ha a zọgidewo ha
n'okpuru ụkwụ;
9 Ma n'ihi ebere nile nke Nna
n'ebe ndị Jentaịlụ nọ, na kwa
ikpe nile nke Nna nye ndị m bụ
ndị nke ụlọ nke Israel; n'ezie,
n'ezie, asị m unu, na mgbe ihe
nke a gasịrị, ma e mewom ka
ndị m bụ ndị nke ụlọ nke Israel
ka e nye ha otiti-ihe, ma ka enye
ha mkpagbu, ma ka e [a]gbuo ha,
ma ka a chụpụ ha site n'etiti ha,
na ịbụ ndị ha kpọrọ asị, ma ghọọ
ihe ịma-ọsụ na okwu ngafere
n'etiti ha—
10 Ma otu a ka Nna nyeworo
iwu ka m gwa unu: N'ụbọchị
ahụ mgbe ndị Jentaịlụ ga-eme-
hie megide ozi-ọma m, ma ga-
ajụ uju nke ozi-ọma m, ma [a]ga-
ebuli onwe ha elu na mpako
nke obi ha nile karịa mba nile,
ma karịa ndị nke ụwa nile, ma
ga-ejupụta n'ụdị ikwu okwu
ụgha nile, na nke aghụghọ nile,
na nke ụrụala nile, na ụdị iru-
abụọ nile, na igbu-mmadụ nile,
na [b]nchụ-aja aghụghọ nile, na
akwụnakwụna nile, na nke ihe
arụ nzuzo nile; ma o bụrụ na
ha ga-eme ihe ndị ahụ nile, ma
ga-ajụ uju nke ozi ọma m, lee,
ka Nna kwuru, aga m eweta
uju nke ozi-ọma m site n'etiti ha.
11 Ma mgbe ahụ ka m ga-echeta
[a]ọgbụgba-ndụ m nke m meworo
nye ndị m, O ụlọ nke Israel, ma
aga m ewetara ha ozi-ọma m.
12 Ma aga m egosị unu, O ụlọ
nke Israel, na ndị Jentaịlụ aga-
ghị enwe ike n'arụ unu; mana
aga m echeta ọgbụgba-ndụ m
nye unu, O ụlọ nke Israel, ma
unu ga-abịa na [a]mmata nke uju
nke ozi-ọma m.
13 Mana ọbụrụ na ndị Jentaịlụ
ga-echegharị ma laghachịkwu-
te m, ka Nna kwuru, lee a [a]ga-
agụnye ha n'etiti ndị m, O ụlọ
nke Israel.
14 Ma agaghị m ekwe ndị m
ndị bụ nke ụlọ nke Israel, ịgafe
n'etiti ha, ma zọda ha, ka Nna
kwuru.
15 Mana ọbụrụ na ha agaghị
atụgharịkwute m, ma ñaa ntị
n'olu m, aga m ekwe ha, e, aga
m ekwe ndị m, O ụlọ nke Israel,
na ha ga-agabiga n'etiti ha, ma
[a]ga-azọda ha, ma ha ga-adị ka
nnu nke tụfuru ụtọ ya, nke site

7*a* NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
8*a* 1 Nif. 13:14; Mọm 5:9, 15.
*b* 3 Nif. 20:27–29.
9*a* Emọs 9:1–4.
10*a* Mọm 8:35–41.
*b* 2 Nif. 26:29.
11*a* 3 Nif. 21:1–11; Mọm 5:20.
12*a* Hil. 15:12–13.
13*a* Ndị-Gal. 3:7, 29; 1 Nif. 15:13–17; 2 Nif. 10:18; 3 Nif. 30:2; Abr. 2:9–11.
15*a* Maịka 5:8–15; 3 Nif. 20:16–19; 21:12–21; OznỌd. 87:5.

mgbe ahụ gaa n'iru adịghị ihe
ọ dị mma ya kama ka etụfuo
ya, na ka a zọgide ya n'okpuru
ụkwụ nke ndị m, O ụlọ nke
Israel.
16 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
otu a ka Nna nyere m iwu-nsọ—
ka m nye ndị a ala nke a, maka
ihe nketa ha.
17 Ma mgbe ahụ [a]okwu nile
nke onye-amụma Aịsaịa a ga-
emejupụta ya, nke sị:
18 [a]Ndị-nche [b]gị ga-ewelite
olu: n'olu ka ha ga-abụkọta abụ
ọnụ, n'ihi na ha ga-ahụ anya na
anya mgbe Onye-nwe ga-eweta
Zaịọn ọzọ.
19 Tipụ mkpu ọñụ, bụkọtanụ
abụ unu mkpọmkpọ ebe nile
nke Jerusalem; n'ihi na Onye-
nwe akasiwo ndị ya obi, ọ
gbapụtawo Jerusalem.
20 Onye-nwe agbawo ogwe-
aka nsọ ya ọtọ n'anya nile nke
mba nile; ma nsọtụ nile nke ụwa
ga-ahụ nzọpụta nke Chineke.

## ISI 17

*Jisus wee tụziere ndị ahụ aka ịtụ-gharị-uche n'okwu ya nile ma kpee ekpere maka nghọta—O wee gwọọ ndị ọrịa ha—O wee kpeere ndị ahụ ekpere, jiri asụsụ nke a na-enweghị ike ide ede—Ndị mụọ-ozi wee kwu-saa ozi-ọma ma ọkụ wee gbachibido ụmụ-ntakịrị ha gburu-gburu. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

LEE, ugbua o wee ruo na mgbe
Jisus kwuworo okwu nile ndị
a, o lekwara anya gburu-gburu
ọzọ n'igwe-mmadụ ahụ, ma ọ
sịrị ha: Lee [a]oge m adịwo nso.
2 Ahụrụ m na unu adịghị
ike, na unu enweghị ike [a]ịghọta
okwu m nile nke Nna nyere m
iwu ịgwa unu n'oge nke a.
3 Ya mere, gaa nụ n'ụlọ unu
nile, ma [a]tụgharịa-uche n'ihe
nile nke m kwuworo, ma jụọ
Nna, n'aha m, ka unu wee ghọ-
ta, ma [b]kwado echiche unu nile
maka [c]echi, ma aga m abịakwu-
te unu ọzọ.
4 Mana ugbua ana m [a]aga-
kwuru Nna, na kwa [b]igosi
[c]agbụrụ nile nke Israel ndị furu
efu onwe m, n'ihi ha efunarịghị
Nna efunarị, n'ihi na ọ matara
ebe ọ kpọgara ha.
5 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
kwuworo otu a, ọ lepụkwara
anya ya gburu-gburu ọzọ n'i-
gwe-mmadụ ahụ, ma hụ na
ha nọ n'anya-mmiri, ma le-
kwasịgide ya anya dịka ha
ga-asị ya nọnyere kwuo ha nwa
ogologo oge.
6 Ma ọ sịrị ha: Lee, afọ m nile
jupụtara [a]n'ọmiko n'ebe unu nọ.
7 Unu nwere ndị na-arịa ọrịa
n'etiti unu? Kpọtanụ ha. Unu
nwere ndị dara ngwọrọ, ma-ọbụ
kpuru-isi, ma-ọbụ ndị na anaghị
a ga ije, ma-ọbụ ndị na-enwezu-
ghị ụkwụ na aka, ma-ọbụ ndị
ekpenta, ma-ọbụ ndị arụ ha
kpọnwụrụ akpọnwụ, ma-ọbụ
ndị ntị chiri, ma-ọbụ ndị nwere

17*a* 3 Nif. 20:11–12.
18*a* Ezik. 33:1–7.
NGAN Nche,
Ndị-nche.
*b* Aisa. 52:8–10.
**17** 1*a* NB ịlọghachikwute
Nna. Hụ ama-okwu 4.
2*a* Jọn 16:12;
OznỌd. 78:17–18.
3*a* NGAN Ntụgharị Uche.
*b* OznỌd. 132:3.
*c* 3 Nif. 19:2.
4*a* 3 Nif. 18:39.
*b* 3 Nif. 16:1–3.
*c* NGAN Israel—
Agbụrụ iri nke Israel
furu-efu.
6*a* NGAN Ọmiko.

nsogbu n'ụdị ọbụla? Kpọta nụ
ha ma a ga m agwọ ha, n'ihi na
enwere m obi ọmiko n'ebe unu
nọ; afọ m nile jupụtara n'obi
ebere.
8 N'ihi na ahụrụ m na unu
chọrọ ka m gosị unu ihe m
meworo ụmụnne unu nọ na
Jerusalem, n'ihi na ahụrụ m na
[a]okwukwe unu [b]zuru-ezu na m
kwesịrị ịgwọ unu.
9 Ma o wee ruo na mgbe o
kwuworo otu a, igwe-mmadụ
ahụ nile, n'otu obi, gara n'iru
kpọrọ ndị ọrịa ha na ndị ha nwe-
re mkpagbu, na ndị ngwọro ha,
ma kpọrọ ndị ha kpuru-isi, ma
kpọrọ ndị ha dara ogbu, ma
kpọrọ ndị ha nile nwere mkpa-
gbu n'ụdị ọbụla; ma ọ [a]gwọro
ha, onye ọbụla dịka e siri kpọ-
tara ya ha.
10 Ma ha nile, ma ndị ahụ a
gwọworo ma ndị arụ siri ike,
kpọrọ isi-ala n'ụkwụ ya, ma fee
ya; ma ka ha ra bụ ndị nwere
ike ịbịa site n'igwe-mmadụ ahụ
[a]sutụrụ ụkwụ ya ọnụ, nke mere
na ha jiri anya-mmiri ha saa
ụkwụ ya arụ.
11 Ma o wee ruo na o nyere
iwu ka a kpọta [a]ụmụ-ntakịrị ha.
12 Ya mere ha kpọtara ụmụ-
ntakịrị ha ma dozie ha ọdụ
n'ala gbaa ya gburu-gburu, ma
Jisus guzoro n'etiti; ma igwe-
mmadụ ahụ nyere efe ruo mgbe
a kpọtasịworo ha nye ya.
13 Ma o wee ruo na mgbe
a kpọtasịworo ha, ma Jisus
guzoro n'etiti ha, o nyere igwe-
mmadụ ahụ iwu ka ha [a]sekpuru
n'ala ahụ.
14 Ma o wee ruo na mgbe ha
sekpuruworo n'ala ahụ, Jisus
suru-ude n'ime onwe ya, ma sị:
Nna ana m enwe [a]nsogbu n'ihi
ajọọ-omume nke ndị nke ụlọ
nke Israel.
15 Ma mgbe o kwuworo okwu
ndị a, ya n'onwe ya kwa sekpu-
ru n'ala ahụ; ma lee o kpere
ekpere nye Nna, ma ihe ndị o
kpere e nweghị ike ide ya ede,
ma igwe-mmadụ ahụ ndị nke
nụrụ ya gbara-ama.
16 Ma n'ụdị a ka ha na-agba
ama: [a]Anya ahụtụbeghị, ọbụghị
ma ntị ọ nụtụwo mbụ, nnukwu
ihe dị otu a na ihe ịtụ-n'anya
nile dịka anyị hụrụ ma nụ Jisus
gwara Nna;
17 Ma ọdịghị [a]ire nwere ike
ikwu, ọbụghị ma mmadụ o
nwere ike ide ha, ọbụghị ma
obi nile nke ndị mmadụ ha nwe-
re ike ịghọta nnukwu ihe dị otu
a na ihe ịtụ-n'anya nile dịka anyị
hụrụ ma nụ Jisus kwuru; ma
ọdịghị onye nwere ike ịghọta
maka ọñụ nke jupụtara mkpụ-
rụ-obi anyị nile n'oge ahụ anyị
nụrụ ka ọ na-ekpere anyị ekpe-
re nye Nna.
18 Ma o wee ruo na mgbe
Jisus bịara na ngwụcha nke ikpe-
ekpere nye Nna ahụ, o bilitere;
mana [a]ọñụ nke igwe-mmadụ
ahụ dị nnukwu nke mere na ọ
karịrị ha.

8*a* Luk 18:42.
*b* 2 Nif. 27:23; Ita 12:12.
9*a* Mosa. 3:5; 3 Nif. 26:15.
10*a* Luk 7:38.
11*a* Mat. 19:13–14; 3 Nif. 26:14, 16.
13*a* Luk 22:41; Ọlndoz. 20:36.
14*a* Moses 7:41.
16*a* Aisa. 64:4; 1 Ndị-Kọ 2:9; OznỌd. 76:10, 114–119.
17*a* 2 Ndị-Kọ 12:4.
18*a* NGAN Ọñụ.

19 Ma o wee ruo na Jisus gwara
ha okwu, ma sị ha bilie.
20 Ma ha bilitere site n'ala ahụ,
ma ọ sịrị ha: Ngọzi na-adịrị unu
n'ihi okwukwe unu. Ma ugbua
lee, ọñụ m juru-eju.
21 Ma mgbe o kwuworo okwu
ndị a, ọ [a]kwara akwa, ma igwe-
mmadụ ahụ gbara ama maka
ya, ma o kuuru ụmụ-ntakịrị ha,
n'otu n'otu, ma [b]gọzie ha, ma
kpeere Nna ekpere maka ha.
22 Ma mgbe o meworo nke a ọ
kwara akwa ọzọ;
23 Ma ọ gwara igwe-mmadụ
ahụ okwu, ma sị ha: Lee ụmụ-
ntakịrị unu.
24 Ma dịka ha lere anya ịhụ,
ha lepụrụ anya ha nile chee-iru
n'elu-igwe, ma ha hụrụ elu-
igwe nile ka o meghere, ma ha
hụrụ ndị mụọ-ozi na-arịdata site
n'elu-igwe dịka ọ bụ n'etiti ọkụ;
ma ha [a]gbadatara ma gbachibi-
do ụmụ-ntakịrị ahụ gburu-gbu-
ru, ma e jiri ọkụ gbachibido ha
gburu-gburu; ma ndị mụọ-ozi
ahụ kwusaara ha ozi-ọma.
25 Ma igwe-mmadụ ahụ hụrụ
ma nụ ma gbaa-ama; ma ha
matara na ama ha bụ ezi-okwu
n'ihi na ha nile hụrụ ma nụ,
onye ọbụla n'onwe ya; ma ha dị
n'ọnụ-ọgụgụ ihe dịka mkpụrụ-
obi puku abụọ na nari ise; ma
ndị nọ n'ime ha bụ ndịkom,
ndịnyom, na ụmụ-ntakịrị.

## ISI 18

*Jisus wee hiwe oriri-nsọ n'etiti ndị Nifaị—E nyere ha iwu ikpe ekpere oge nile n'aha ya—Ndị nke riri anụ-arụ ya ma ñụọ ọbara ya n'etozughị-oke a ga-ama ha ikpe—Ndị na-eso ụzọ ya e nyere ha ike inyefe Mụọ-Nsọ. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA o wee ruo na Jisus nyere
ndị-na-eso ụzọ ya iwu ka ha
wetara ya [a]achịcha na mmanya.
2 Ma mgbe ha gaworo iweta
achịcha na mmanya, o nyere
igwe-mmadụ ahụ iwu-nsọ ka ha
nọdụ onwe ha ọdụ n'ala.
3 Ma mgbe ndị-na-eso ụzọ ya
jiworo [a]achịcha na mmanya bịa,
o weere ụfọdụ achịcha ahụ ma
nyawaa ma gọzie ya; ma o nyere
ndị na-eso ụzọ ya ma nye ha
iwu-nsọ ka ha rie.
4 Ma mgbe ha riworo ma rijuo
afọ, o nyere iwu ka ha nye igwe-
mmadụ ahụ.
5 Ma mgbe igwe-mmadụ ahụ
riworo ma rijuo afọ, ọ sịrị ndị-
na-eso ụzọ ya ahụ: Lee a ga-
enwe otu onye a ga-echi echichi
n'etiti unu, ma ya ka m ga-enye
ike na ọ [a]ga-anyawa achịcha ma
gọzie ya ma nye ya ndị nke nzu-
kọ-nsọ m, nye ndị nile ga-ekwe-
re ma e mee ha baptism n'aha m.
6 Ma nke a ka unu ga n'echeta
ime oge nile, ọbụna dịka m
meworo, ọbụna dịka m nyawa-
woro achicha ma gọziwo ya ma
nyewo unu ya.
7 Ma nke a ka unu ga-eme
na [a]ncheta nke arụ m, nke m
gosịworo unu. Ma ọ ga-abụ ihe
mgba-ama nye Nna na unu

21*a* Jọn 11:35.
*b* Mak. 10:14–16.
24*a* Hil. 5:23–24, 43–45.
**18** 1*a* Mat. 26:26–28.
3*a* NGAN Oriri-nsọ.
5*a* Moro. 4.
7*a* Moro. 4:3.

na-echeta m oge nile. Ma ọbụrụ
na unu na-echeta m oge nile unu
ga-enwe Mụọ m ka ọ na-anọ-
nyere unu.
8 Ma o wee ruo na mgbe o
kwuru okwu ndị a, o nyere ndị
na-eso ụzọ ya iwu ka ha were
mmanya sitere n'iko ahụ ma
ñụbiri site na ya, ma na ha kwe-
sịrị inye kwa igwe mmadụ ahụ
ka ha wee ñụọ site na ya.
9 Ma o wee ruo na ha mere
otu ahụ, ma ñubiri site na ya
ma afọ juru ha; ma ha nyere
igwe-mmadụ ahụ, ma ha ñụrụ,
ma afọ juru ha.
10 Ma mgbe ndị na-eso ụzọ ya
meworo nke a, Jisus sịrị ha:
Ngọzi na-adịrị unu n'ihi ihe nke
a nke unu meworo, n'ihi na nke
a bụ imejupụta iwu-nsọ m nile,
ma nke a na-agbara Nna aka-ebe
na unu nọ na njikere ime ihe ahụ
nke m nyeworo unu n'iwu.
11 Ma otu a ka unu ga na-eme-
re ndị nke chegharịrị ma e mee
ha baptism n'aha m; ma unu ga-
eme ya na ncheta nke ọbara m,
nke m kwafuworo nye unu, ka
unu wee gbaara Nna aka-ebe na
unu na-echeta m oge nile. Ma
ọbụrụ na unu na-echeta m oge
nile unu ga-enwe Mụọ m ka ọ
na-anọnyere unu.
12 Ma ana m enye unu iwu-
nsọ na unu ga-eme ihe ndị a. Ma
ọbụrụ na unu ga-eme ihe ndị
a oge nile ngọzi na-adịrị unu,
n'ihi na e wukwasịrị unu n'elu
[a]nkume m.
13 Mana onye ọbụla n'etiti
unu ga-eme karịa ma-ọbụ
welata aka karịa ndị a ewu-
kwasịghị ha n'elu nkume m,
kama ewukwasịrị ha n'elu ntọ-
ala aja; ma mgbe mmiri-ozuzo
ga-agbadata, ma ide-mmiri
nile abịa, ma ifufe nile efee,
ma fekwasị ha, ha [a]ga-ada,
ma [b]ọnụ-ụzọ ama nile nke
ala-mụọ dị na njikere, meghee
ịnabata ha.
14 Ya mere ngọzi na-adịrị unu
ma ọbụrụ na unu ga-edebe iwu-
nsọ m nile, nke Nna nyeworo m
iwu ka m nye unu.
15 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
unu ga na-echerịrị nche ma [a]na-
ekpe ekpere oge nile, eleghị
anya ekwensu anwa unu ọnwụ-
nwa, ma duru unu pụọ ndị ọ
dọkpụụrụ n'agha.
16 Ma dịka m siworo kpee
ekpere n'etiti unu ọbụna otu
ahụ ka unu ga-esi na-ekpe ekpe-
re na nzukọ-nsọ m, n'etiti ndị
nke m chegharịrị ma e mee ha
baptism n'aha m. Lee abụ m [a]ìhè
ahụ; e doziwo m ihe [b]ima-atụ
nye unu.
17 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
gwaworo ndị na-eso ụzọ ya
okwu nile ndị a, ọ tụghari-kwa-
ra ọzọ n'ebe igwe-mmadụ ahụ
nọ ma sị ha:
18 Lee, n'ezie, n'ezie, asị m
unu, unu ga na-echerịrị nche na-
ekpe ekpere oge nile adịghị ama
ama unu abanye n'ime ọnwụ-
nwa; n'ihi na [a]Setan na-achọ

12*a* NGAN Oke-nkume.
13*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*b* 3 Nif. 11:39.
15*a* Alma 34:17–27. NGAN Ekpere.
16*a* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ima-atụ nke Jisus Kraịst.
18*a* Luk 22:31; 2 Nif. 2:17–18; OznỌd. 10:22–27.

inweta unu, ka o wee yọchaa
unu dịka ọka.
19 Ya mere unu ga na-ekpere
Nna oge nile n'aha m;
20 Ma [a]ihe ọbụla unu ga-arịọ
Nna n'aha m, nke zịrị ezi, na-
ekwere na unu ga-anata, lee a
ga-enye unu ya.
21 [a]Na-ekpe nụ ekpere, n'ezi
na ụlọ unu nye Nna oge nile
n'aha m, ka e wee gọzie ndị
nwunye unu na ụmụ unu.
22 Ma lee, unu ga na-ezukọta
ọtụtụ mgbe; ma unu agaghị
egbochi onye ọbụla ịbịakwute
unu mgbe unu ga-ezukọta,
kama kwee ha ka ha bịakwute
unu ma egbochila ha;
23 Mana unu ga [a]na-ekpere ha
ekpere, ma agaghị achụpụ ha;
ma ọbụrụ na ha bịakwute unu
ọtụtụ mgbe unu ga-ekpere ha
ekpere nye Nna, n'aha m.
24 Ya mere, welite [a]ìhè unu
elu ka ọ na-enwu nye ụwa. Lee
abụ m [b]ìhè ahụ nke unu ga-ewe-
lite elu — ịhe ahụ unu hụworo m
na-eme. Lee unu hụrụ na mụ
ekpewo ekpere nye Nna, ma
unu nile ahụwo ya.
25 Ma unu hụrụ na mụ enye-
wo iwu na [a]onye ọbụla n'ime
unu agaghị apụ, mana kama e
nyewo m iwu ka unu bịakwute
m, ka unu wee [b]metụ-aka ma hụ;
ọbụna otu ahụ ka unu ga-eme
nye ụwa; ma onye ọbụla na-
emebi iwu-nsọ nke a, na-enye
onwe ya ka e dụba ya n'ime
onwunwa.
26 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Jisus kwusịworo okwu
ndị a, ọ tụgharịkwara anya ya
ọzọ lekwasị ndị na-eso uzo ya
ndị ọ họrọworo, ma sị ha:
27 Lee n'ezie, n'ezie, asị m unu,
a na m enye unu iwu-nsọ ọzọ,
ma mgbe ahụ a ga m agakwuru
[a]Nna m ka m wee mejupụta
[b]iwu-nsọ ndị ọzọ ndị o nyewo-
ro m.
28 Ma ugbua lee, nke a bụ iwu-
nsọ ahụ nke m nyeworo unu, na
unu agaghị ekwe onye ọbụla
unu matara amata [a]iketa-oke
nke arụ na ọbara m [b]n'etozughị-
oke, mgbe unu ga-eke ya;
29 N'ihi na onye ọbụla na-eri
ma na-añụ arụ na [a]ọbara m [b]n'e-
tozughị-oke na-eri ma na-añụ
ọmụma-ikpe nye mkpụrụ-obi ya;
ya mere ọbụrụ na unu matara
na mmadụ etozughị etozu iri na
ịñụ nke arụ na ọbara m unu ga-
egbochi ya.
30 Otu o sila dị, unu agaghị
[a]achụpụ ya site n'etiti unu,
mana unu ga-akụziri ya ozi-ọma
ma ga-ekpere ya ekpere nye
Nna, n'aha m; ma ọbụrụ na o
chegharịa ma e mee ya baptism
n'aha m, mgbe ahụ ka unu ga-
anabata ya, ma ga-ekenye ya
site n'arụ na ọbara m.
31 Mana ọbụrụ na o chegharị-
ghị, agaghị agụnye ya n'etiti ndị

20*a* Mat. 21:22;
Hil. 10:5;
Moro. 7:26;
OznỌd. 88:63–65.
21*a* Alma 34:21.
23*a* 3 Nif. 18:30.
24*a* Mat. 5:16.
*b* Mosa. 16:9.
25*a* Alma 5:33.
*b* 3 Nif. 11:14–17.
27*a* NGAN Chineke,
Chi-ukwu—Chineke
Nna ahụ.
*b* 3 Nif. 16:1–3.
28*a* 1 Ndị-Kọ 11:27–30.
*b* Mọm 9:29.
29*a* NGAN Ọbara;
Oriri-nsọ.
*b* OznỌd. 46:4.
30*a* OznỌd. 46:3.

m, ka ọ ghara ibibi ndị m, n'ihi
na lee a matara m [a]atụrụ m, ma
agụrụ ha ọnụ.
32 Otu o sila dị, unu agaghị
achụpụ ya site n'ụlọ-nzukọ unu
nile, ma-ọbụ ebe nile unu na anọ
efe Chineke, n'ihi na nye ụdị
ahụ ka unu ga-aga n'iru na-
ekwusa ozi-ọma; n'ihi na unu
amataghị ma ha ga-alaghachị
ma chegharịa, ma jiri nzube
juru-eju nke obi bịakwute m,
ma aga m [a]agwọ ha; ma unu
ga-abụ ngwa-ọrụ nke iwetara
ha nzọpụta.
33 Ya mere, debe ihe ndị a
nke m nyeworo unu iwu-nsọ
ka unu ghara ịbịa n'okpuru
[a]amam-ikpe; n'ihi na ahụhụ
na-adịrị ya bụ onye Nna ga-
ama ikpe.
34 Ma a na m enye unu iwu-
nsọ nile ndị a n'ihi ịrụrịta-ụka
nile nke na-adị n'etiti unu. Ma
ngọzi na-adịrị unu ma ọbụrụ
na [a]unu enweghị ịrụrịta-ụka
nile n'etiti unu.
35 Ma ugbua ana m agakwuru
Nna, n'ihi na ọ dị mkpa na m ga-
agakwuru Nna [a]n'ihi unu nile.
36 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
bịaworo na ngwụcha nke ihe
nkwupụta ndị a, o jiri [a]aka ya
metụ [b]ndị na-eso ụzọ ya ndị nke
ọ họrọworo, n'otu n'otu, ọbụna
ruo mgbe o metụsịworo ha nile,
ma gwa ha okwu dịka o metụrụ
ha aka.
37 Ma igwe-mmadụ ahụ anụ-
ghị okwu nile nke o kwuru, ya
mere ha agbaghị ama; mana ndị
na-eso ụzọ ya gbara-ama na o
nyere ha [a]ike inye [b]Mụọ Nsọ.
Ma aga m egosị unu ma emesịa
na ama nke a bụ ezi-okwu.
38 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
metụworo ha nile aka, [a]igwe-ojii
bịara ma kpuchie igwe-mmadụ
ahụ nke mere na ha enweghị ike
ịhụ Jisus.
39 Ma mgbe e kpuchịrị ha ọ
pụrụ site n'ebe ha nọ, ma rịgoro
n'elu-igwe. Ma ndị na-eso ụzọ
ya hụrụ ma gbaa-ama na ọ rigo-
kwara ọzọ n'elu-igwe.

## ISI 19

*Ndị na-eso ụzọ iri na abụọ ahụ wee kwusaara ndị ahụ ozi-ọma ma kpee ekpere maka Mụọ Nsọ—E mere ndị na-eso ụzọ ya ahụ baptism ma ha anata Mụọ Nsọ na nkwusa-ozi nke ndị mụọ-ozi—Jisus wee kpee ekpere na-eji okwu nile nke a na-enweghị ike ide ede—Ọ gbara-ama maka nnukwu okwukwe karịrị-akarị nke ndị Nifaị. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua o wee ruo na mgbe
Jisus rigoroworo n'elu-igwe,
igwe-mmadụ ahụ gbasara, ma
nwoke ọbụla kpọọrọ nwunye ya
na ụmụ ya ma laghachị n'ụlọ
nke ya.
2 Ma e wee mee mkpọtụ maka
ya ebe nile n'etiti ndị ahụ otu
mgbe ahụ, tutu ọchịchịrị agbaa,
na igwe-mmadụ ahụ ahụwo

31*a* Jọn 10:14; Alma 5:38; 3 Nif. 15:24.
32*a* 3 Nif. 9:13–14; OznỌd. 112:13.
33*a* NGAN Maa Ikpe, Ọmụma Ikpe.
34*a* 3 Nif. 11:28–30.
35*a* 1 Jọn 2:1; 2 Nif. 2:9; Moro. 7:27–28; OznỌd. 29:5.
36*a* NGAN Ibikwasị Aka nile n'Elu.
*b* 1 Nif. 12:7; 3 Nif. 19:4.
37*a* NGAN Ike.
*b* NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ.
38*a* Ọpụ. 19:9, 16.

Jisus, ma na o ekwusawo ozi-
ọma nye ha, ma na o ga-egosị
kwa onwe ya igwe-mmadụ ahụ
echi ya.
3 E, ma ọbụna abalị ahụ nile e
mere mkpọtụ ebe nile gbasara
Jisus; ma nke mere na ha zipụ-
gakwuru ndị ahụ na e nwere
ọtụtụ, e, nnukwu ọnụ-ọgụgụ
karịrị akarị, rụrụ ọrụ karịa aba-
lị ahụ nile, ka ha wee nwe ike
n'echi ya ịnọ n'ebe Jisus ga-egosị
igwe-mmadụ ahụ onwe ya.
4 Ma o wee ruo na n'echi ya,
mgbe igwe-mmadụ ahụ gbakọ-
tara, lee, Nifaị na nwanne ya
nwoke onye o kuliteworo site na
ndị nwụrụ-anwụ, onye aha ya
bụ Timoti, na kwa nwa ya nwo-
ke, onye aha ya bụ Jonas, na
kwa Matonaị, na Matonaịha,
nwanne ya nwoke, na Kumen,
na Kumenọnhaị, na Jeremaịa,
na Shemnọn, na Jonas, na
Zedekaịa, na Aịsaịa — ugbua
ndị a bụ aha nile nke ndị na-eso
ụzọ ahụ ndị Jisus họrọworo —
ma o wee ruo na ha gara
n'iru ma guzoro n'etiti igwe-
mmadụ ahụ.
5 Ma lee, igwe-mmadụ ahụ dịị-
rị nnukwu nke mere na ha mere
ka e kewa ha n'otu iri na abụọ.
6 Ma iri na abụọ ahụ kuziiri
igwe-mmadụ ahụ, ma lee, ha
mere ka igwe-mmadụ ahụ se-
kpuru n'elu iru ala, ma ka ha
kpee ekpere nye Nna n'aha
nke Jisus.
7 Ma ndị na-eso ụzọ ahụ kpe-
kwara ekpere nye Nna n'aha
nke Jisus. Ma o wee ruo na ha
bilitere ma kwusaara ndị ahụ
ozi-ọma.
8 Ma mgbe ha kụziworo otu
okwu ndị ahụ nke Jisus kwu-
woro — na-enweghị ihe dị iche
site n'okwu nile nke Jisus kwu-
woro — lee, ha sekpukwara ala
ọzọ ma kpeere Nna ekpere
n'aha nke Jisus.
9 Ma ha kpere ekpere maka
ihe ahụ nke ha chọkarịchara; ma
ha chọrọ ka enye ha [a]Mụọ Nsọ.
10 Ma mgbe ha kpeworo otu
a, ha gbadara ruo na nkọ
mmiri ahụ, ma igwe-mmadụ
ahụ sooro ha.
11 Ma o wee ruo na Nifaị gba-
dara [a]n'ime mmiri ahụ ma e mee
ya baptism.
12 Ma ọ pụtara site na mmiri
ahụ ma malite ime baptism. Ma
o mere ndị nile ahụ Jisus họrọ-
woro baptism.
13 Ma o wee ruo mgbe e [a]me-
woro ha nile baptism ma ha
apụtawo site na mmiri ahụ,
Mụọ Nsọ dakwasịrị ha, ma ha
jupụtara na [b]Mụọ Nsọ na n'ọkụ.
14 Ma lee, a [a]gbachibidoro ha
gburu-gburu dịka ọbụ jiri ọkụ;
ma o si n'elu-igwe gbadata, ma
igwe-mmadụ ahụ hụrụ ya, ma
gbaa-ama; ma ndị mụọ-ozi
gbadatara site n'elu-igwe ma
kuziere ha ozi-ọma.
15 Ma o wee ruo na mgbe ndị
mụọ-ozi ahụ na-akụziri ndị na-
eso ụzọ ya ahụ ozi ọma, lee,
Jisus bịara ma guzoro n'etiti ma
kụziere ha ozi-ọma.

**19** 9*a* 3 Nif. 9:20.
11*a* 3 Nif. 11:23.
13*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
*b* 3 Nif. 12:2; Mọm 7:10.
NGAN Onyinye nke Mụọ Nsọ.
14*a* Hil. 5:23–24, 43–45; 3 Nif. 17:24.

16 Ma o wee ruo na ọ gwara igwe-mmadụ ahụ okwu, ma nye ha iwu ka ha sekpuru kwa ọzọ n'elu ala, na kwa na ndị na-eso ụzọ ya kwesịrị isekpuru n'elu ala ahụ.

17 Ma o wee ruo na mgbe ha nile sekpuruworo n'ala, o nyere ndị na-eso ụzọ ya iwu ikpe ekpere.

18 Ma lee, ha malitere ikpe ekpere; ma ha kpere ekpere nye Jisus, na-akpọ ya Onye-nwe ha na Chineke ha.

19 Ma o wee ruo na Jisus pụrụ site n'etiti ha, ma gapụtụ ntakịrị site n'ebe ha nọ ma kpọọ isi n'ala, ma ọ sị:

20 Nna, ekele m gị na i nyewo ndị a nke m họrọworo Mụọ-Nsọ; ma ọ bụ n'ihi okwukwe ha na mụ ka m họrọworo ha site n'ụwa.

21 Nna, arịọ m gị ka inye ndị nile ga e kwere n'okwu ha nile Mụọ Nsọ.

22 Nna, i nyewo ha Mụọ Nsọ n'ihi na ha kwere na mụ; ma i hụrụ na ha kwere na mụ n'ihi na ịnụrụ olu ha, ma ha na-ekpere m; ma ha na-ekpere m n'ihi na mụ na ha nọ.

23 Ma ugbua Nna, ana m arịọ gị maka ha, na kwa maka ndị ahụ nile nke ga e kwere n'okwu ha nile, ka ha wee kwere na m, ka m wee nọrọ n'ime ha [a]dịka gị, Nna, nọ n'ime m, ka anyị wee bụrụ [b]otu.

24 Ma o wee ruo na mgbe Jisus kpeworo otu a nye Nna, ọ bịakwutere ndị na-eso ụzọ ya, ma lee, ha gakwara n'iru, na-esepụghị aka, ikpere ya; ma ha [a]amụbaghị ọtụtụ okwu, n'ihi na e nyere ha ihe ha [b]ga-ekpe, ma ha jupụtara n'inwe mmasị.

25 Ma o wee ruo na Jisus gọziri ha dịka ha na-ekpe ekpere nye ya; ma mbara-iru ya kekwasịrị ha iru-ọchị, ma ìhè nke [a]mbara-iru ya mụkwasịrị ha, ma lee ha dị [b]ọcha ka mbara-iru na kwa uwe-nsọ nile nke Jisus; ma lee ọcha ya karịrị ọcha nile, e, ọbụna onweghị ihe dị n'ụwa dị ọcha ka ọcha ya.

26 Ma Jisus sịrị ha: Na-ekpe ekpere; otu o sila dị, ha akwụsịghị ikpe ekpere.

27 Ma otụgharịkwara ọzọ site n'ebe ha nọ, ma gapụtụ ntakịrị ma kpọọ isi n'ala; ma o kpekwara ekpere ọzọ nye Nna, na-asị:

28 Nna, ekele m gị na i [a]sachawo ndị ahụ m họrọworo, n'ihi okwukwe ha, ma a na m ekpere ha ekpere, na kwa ndị ahụ gaekwere n'okwu ha nile, ka e wee sachaa ha na m, site n'okwukwe n'okwu ha nile, ọbụna dịka a naasachaa ha na m.

29 Nna anaghị m ekpe ekpere maka ụwa, kama maka ndị nke i nyeworo m [a]site n'ụwa, n'ihi okwukwe ha, ka e wee sachaa ha na m, ka m wee nọrọ n'ime ha dịka gị, Nna, nọ n'ime m, ka anyị wee bụrụ otu, ka e wee too m n'ime ha.

---

23*a* 3 Nif. 9:15.
*b* Jọn 17:21–23.
NGAN Ịdị n'Otu.
24*a* Mat. 6:7.
*b* OznỌd. 46:30.
25*a* Ọnọgụ. 6:23–27.
*b* NGAN Mnwoghari̇—Ndị e nwoghara enwogha.
28*a* Moro. 7:48; OznỌd. 50:28–29; 88:74–75.
NGAN Enweghị Ntụpọ.
29*a* Jọn 17:6.

30 Ma mgbe Jisus kwuworo
okwu ndị a ọ bịakwutekwara
ndị na-eso ụzọ ya ọzọ; ma lee
ha kpesiri ekpere ike, esepụ-
ghị-aka, nye ya; ma o kekwasị-
kwara ha iru-ọchị ọzọ; ma lee
ha dị [a]ọcha ọbụna dịka Jisus.
31 Ma o wee ruo na ọ gapụtụ-
kwara ntakịrị ọzọ ma kpee
ekpere nye Nna;
32 Ma ire enweghị ike ikwu
okwu nile nke o kpere, ọbụghị
ma mmadụ o nwere ike [a]ide
okwu nile nke o kpere.
33 Ma igwe-mmadụ ahụ nụrụ
ma na-agba ama; ma obi ha
ghere oghe ma ha ghọtara n'ime
obi ha okwu nile nke o kpere.
34 Otu o sila dị, nnukwu
na ịtụ-n'anya ka okwu nile
nke o kpere dị nke mere na e
nweghị ike ide ha ede, ọbụghị
ma mmadụ o nwere ike [a]ịkwu-
pụta ha.
35 Ma o wee ruo na mgbe
Jisus bịaworo na ngwụcha nke
ikpe ekpere, ọ bịakwutekwara
ndị na-eso ụzọ ya ọzọ, ma sị
ha: Nnukwu [a]okwukwe dị otu
a ka m na-ahụtụbeghị n'etiti
ndị Juu nile; ya mere enweghị
m ike igosi ha ọrụ-ebube nile dị
nnukwu otu a, n'ihi [b]ekweghị-
ekwe ha.
36 N'ezie asị m unu, onweghị
ndị ọbụla n'ime ha nke hụworo
nnukwu ihe ndị dịka ndị nke
unu hụworo; ọbụghị ma ha
nụrụ nnukwu ihe ndị dịka ndị
nke unu nụworo.

## ISI 20

*Jisus wee mee ka e nweta achịcha na mmanya n'ụzọ dị ebube ma ọzọ, nye ndị ahụ oriri-nsọ—Ndị nke Jekọb fọdụrụ ga-abịa na mmata nke Onye-nwe Chineke ha, ma ha ga eketa ala Amerika nile—Jisus bụ onye-amụma dịka Moses siri bụrụ, ma ndị nke Nifaị bụ ụmụ nke ndị-amụma—Ndị ọzọ bụ ndị nke Onye-nwe a ga-akpọkọta ha na Jerusalem. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na o nyere igwe-
mmadụ ahụ iwu ka ha kwụsị
ikpe ekpere, na kwa ndị na-eso
ụzọ ya. Ma o nyere ha iwu ka
ha ghara ịkwụsị [a]ikpe ekpere
n'ime obi ha.
2 Ma o nyere ha iwu ka ha
bilie ma guzoro ọtọ n'ụkwụ ha.
Ma ha biliri ọtọ n'ụkwụ ha.
3 Ma o wee ruo na ọ nyawa-
kwara achịcha ọzọ ma gọzie ya,
ma nye ndị na-eso uzo ya ahụ
ka ha rie.
4 Ma mgbe ha riworo o nyere
ha iwu ka ha nyawa achịcha, ma
nye igwe-mmadụ ahụ.
5 Ma mgbe ha nyeworo igwe-
mmadụ ahụ, o nyekwara ha
mmanya ka ha ñụọ, ma nye ha
iwu ka ha nye igwe-mmadụ ahụ.
6 Ugbua, enwebeghị [a]achịcha
dị, ọbụghị ma e nwere mmanya
ndị na-eso ụzọ ya ahụ wetara,
ọbụghị ma igwe-mmadụ ahụ ha
wetara.

30*a* Mat. 17:2.
32*a* OznỌd. 76:116.
34*a* 2 Ndị-Kọ 12:4;
3 Nif. 17:17.
35*a* NGAN Okwukwe.
*b* Mat. 13:58.
NGAN Ekweghị-ekwe.
**20** 1*a* 2 Nif. 32:9;
Mosa. 24:12.
6*a* Mat. 14:19–21.

7 Mana o [a]nyere ha achịcha
n'ezie ka ha rie, na mmanya ka
ha ñụọ.
8 Ma ọ sịrị ha: Onye nke [a]na-eri
achịcha nke a na-eri site n'arụ m
nye mkpụrụ-obi ya; ma onye
nke na-añụ site na mmanya
nke a na-añụ site n'ọbara m nye
mkpụrụ-obi ya; ma agụụ-nri
ma-ọbụ mmiri agaghị agụ
mkpụrụ-obi ya mgbe ọbụla,
kama a ga-emejupụta ya.
9 Ugbua, mgbe igwe-mmadụ
ahụ riworo nri ma ñụọ ihe ọñụ-
ñụ, lee, ha jupụtara na Mụọ; ma
ha jiri otu olu tipụta mkpu, ma
nye Jisus otuto, onye ha hụrụ
ma nụ kwa.
10 Ma o wee ruo na mgbe ha
nile nyeworo Jisus otuto, ọ sịrị
ha: Lee ugbua emesịwo m iwu-
nsọ nke Nna nyere m iwu gba-
sara ndị a, bụ ndị fọdụrụ nke
ụlọ nke Israel.
11 Unu chetara na m gwara
unu okwu, ma sị na mgbe a
ga-emejupụta [a]okwu nile nke
[b]Aịsaịa—lee e dere ha ede, unu
ji ha n'iru unu, ya mere chọọ
nụ ha—
12 Ma n'ezie, n'ezie, asị m
unu, na mgbe a ga-emejupụta
ha mgbe ahụ bụ mmejupụta
nke [a]ọgbụgba-ndụ ahụ nke Nna
meworo nye ndị ya, O ụlọ
nke Israel.
13 Ma mgbe ahụ ka [a]ndị
fọdụrụ, ndị a ga [b]ekposasị ebe
nile n'elu iru nke ụwa, a
[c]ga-akpọkọta ha bata site n'ọ-
wụwa-anyanwụ na site n'ọdị-
da-anyanwụ, na site na ndịda-
ndịda na site na elu-elu; ma a
ga-akpọta ha na [d]mmata nke
Onye-nwe Chineke ha, onye
gbapụtaworo ha.
14 Ma Nna enyewo m iwu ka
m nye unu [a]ala nke a, maka ihe
nketa unu.
15 Ma asị m unu, na ọbụrụ na
ndị Jentaịlụ [a]echegharịghị mgbe
ngọzi nke ha ga-anata gasịworo,
mgbe ha kposasịworo ndị m—
16 Mgbe ahụ ka unu, bụ ndị
fọdụrụ nke ụlọ nke Jekọb, ga-
aga n'iru n'etiti ha; ma unu ga-
anọ n'etiti ha ndị ga-adị ọtụtụ;
ma unu ga-anọ n'etiti ha dịka
ọdụm n'etiti anụmanụ nile nke
oke ọhịa, na dịka nwa [a]ọdụm
n'etiti igwe atụrụ, nke, ọbụrụ
na ọ banye ga [b]azọda ma ga-
adọka irighiri irighiri, ma ọdịghị
onye ga-enwe ike ịnapụta.
17 A ga ewelite aka unu imegi-
de ndị-iro unu, ma ndị-iro unu
nile a ga-ebepụ ha.
18 Ma aga m [a]akpọkọta ndị m
ọnụ dịka mmadụ si na-ekpokọta
ukwu-ọka ya nile n'ala-ụlọ.
19 N'ihi na aga m eme ndị m
ndị nke ha na Nna gbaworo-
ndụ, e, aga m eme [a]mpi unu
igwe, ma aga m eme akpụkpọ-

7*a* Jọn 6:9–14.
8*a* Jọn 6:50–58;
3 Nif. 18:7.
NGAN Oriri-nsọ.
11*a* 3 Nif. 16:17–20;
23:1–3.
*b* 2 Nif. 25:1–5;
Mọm 8:23.
12*a* 3 Nif. 15:7–8.
13*a* 3 Nif. 16:11–12;
21:2–7.
*b* NGAN Israel—
Mkposasị nke Israel.
*c* NGAN Israel—
Mkpokọta nke Israel.
*d* 3 Nif. 16:4–5.
14*a* NGAN Ala e Kwere
na Nkwa.
15*a* 3 Nif. 16:10–14.
16*a* Mọm 5:24;
OznỌd. 19:27.
*b* Maịka 5:8–9;
3 Nif. 16:14–15; 21:12.
18*a* Maịka 4:12.
19*a* Maịka 4:13.

mkpuchi-ukwu unu nile ka ha
bụrụ bras. Ma unu ga-akụrịsi
ọtụtụ mmadụ irighiri irighiri;
ma aga m edo uru ha nsọ nye
Onye-nwe, ma ihe onwunwe ha
nye Onye-nwe nke ụwa nile. Ma
lee, Abụ m onye ahụ na-eme ya.
20 Ma ọ ga-eru, ka Nna kwu-
ru, na [a]mma-agha nke ikpe-ziri-
ezi m ga ekoro n'ofe isi ha n'ụ-
bọchị ikpe-azụ; ma ma-ọbụghị
na ha chegharịrị ọ ga-adakwasị
ha, ka Nna kwuru, e, ọbụna da-
kwasị mba nile nke ndị Jentaịlụ.
21 Ma ọ ga-eru na aga m ehiwe
[a]ndị m, O ụlọ nke Israel.
22 Ma lee, ndị a ka m ga-ehiwe
n'ala nke a, ruo na mmejupụta
nke [a]ọgbụgba-ndụ ahụ nke m
gbara mụ na nna unu Jekọb; ma
ọ ga-abụ [b]Jerusalem Ọhụrụ. Ma
ike nile nke elu-igwe ga-adị n'e-
titi ndị a; e, ọbụna [c]aga m anọ
n'etiti unu.
23 Lee, abụ m onye ahụ nke
Moses kwuru maka ya, na-asị:
[a]Onye-amụma ka Onye-nwe bụ
Chineke unu ga-akpọlite nye
unu site n'ụmụnne unu, dịka o
siri nye m; ya ka unu ga-anụrụ
olu ya n'ihe nile ọbụla ọ ga-
agwa unu. Ma ọ ga-eru na
mkpụrụ-obi nile ndị na-agaghị
anụrụ olu onye-amụma ahụ a
ga-ebepụ ha site n'etiti ndị
mmadụ.
24 N'ezie asị m unu, e, ma
[a]ndị-amụma nile site na Samuel
na ndị nile so ya n'azụ, ka ha ra
bụ ndị kwuworo okwu, agba-
wo-ama maka m.
25 Ma lee, unu bụ ụmụ nke
ndị-amụma; ma unu bụ nke
ụlọ nke Israel; ma unu bụ nke
[a]ọgbụgba-ndụ ahụ nke Nna
mere ya na n di nna unu, na-asị
Abraham: Ma [b]n'ime mkpụrụ-
afọ gị ka ebo nile nke ụwa ga-
enwe ngọzi.
26 Nna ebe o buworo ụzọ
kulite m nye unu, ma zite m
ịgọzi unu [a]n'ịtụgharịpụ onye
ọbụla n'ime unu site n'ajọọ-
omume ya nile; ma nke a n'ihi
na unu bụ ụmụ nke ọgbụgba-
ndụ ahụ—
27 Ma mgbe a gọziworo unu
mgbe ahụ ka Nna mejupụtara
ọgbụgba-ndụ nke o mere ya na
Abraham, na-asị: [a]Na mkpụrụ-
afọ gị ka ebo nile nke ụwa
ga-enwe ngọzi—ruo n'ịwụpụ-
ta Mụọ Nsọ site na m wụkwasị
[b]ndị Jentaịlụ, ngọzi ahụ nke
awụkwasịrị ndị Jentaịlụ ga-
eme ka ha dị ike karịa ndị nile,
ruo na mkposasị nke ndị m, O
ụlọ nke Israel.
28 Ma ha ga-abụ [a]ihe-otiti nye
ndị ala nke a. Otu o sila dị, mgbe
ha ga-anatawọrịị uju nke ozi-
ọma m, mgbe ahụ ọbụrụ na ha
ga-emesi obi ha ike megide m
aga m eweghachị ajọọ-omume

20*a* 3 Nif. 29:4.
21*a* 3 Nif. 16:8–15.
22*a* Jen. 49:22–26; OznỌd. 57:2–3.
*b* Aisa. 2:2–5; 3 Nif. 21:23–24; Ita 13:1–12; OznỌd. 84:2–4. NGAN Jerusalem Ọhụrụ.
*c* Aisa. 59:20–21; Mal. 3:1; 3 Nif. 24:1.
23*a* Deut. 18:15–19; Ọlndoz. 3:22–23; 1 Nif. 22:20–21.
24*a* Ọlndoz. 3:24–26; 1 Nif. 10:5; Jekọb 7:11.
25*a* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
*b* Jen. 12:1–3; 22:18.
26*a* Ilu 16:6.
27*a* Ndị-Gal. 3:8; 2 Nif. 29:14; Abr. 2:9.
*b* 3 Nif. 16:6–7.
28*a* 3 Nif. 16:8–9.

ha nile n'isi nke ha, ka Nna
kwuru.
29 Ma aga m [a]echeta ọgbụgba-
ndụ ahụ nke m meworo mụ na
ndị m; mụ na ha agbawo-ndụ
na aga m [b]akpọkọta ha ọnụ
n'oge nke dị mụ mma, na aga m
enye kwa ha [c]ala nke ndị nna
ha ọzọ maka ihe nketa ha, nke
bụ ala nke [d]Jerusalem, nke bụ
ala nke e kwere ha na nkwa ruo
mgbe nile, ka Nna kwuru.
30 Ma ọ ga-eru na oge na-abịa,
mgbe a ga-ekwusara ha uju nke
ozi-ọma m;
31 Ma ha [a]ga-ekwere na m, na
abụ m Jisus Kraịst, Ọkpara nke
Chineke, ma ga-ekpe ekpere nye
Nna n'aha m.
32 Mgbe ahụ ka [a]ndị-nche ha
ga-ewelite olu ha elu, ma n'olu
ka ha ga-abụkọta abụ ọnụ; n'ihi
na ha ga-ahụ anya na anya.
33 Mgbe ahụ ka Nna ga-
akpọkọta kwa ha ọzọ, ma nye
ha Jerusalem maka ala nke
nketa ha.
34 Mgbe ahụ ka ha ga-etiwapụ
mkpu ọñụ—[a]Bụkọtanụ, unu
mkpọmkpọ ebe nke Jerusalem;
n'ihi na Nna akasịwo ndị ya obi,
ọ gbapụtawo Jerusalem.
35 Nna agbawo ogwe-aka nsọ
ya ọtọ n'anya nile nke mba nile;
ma nsọtụ nile nke ụwa ga-ahụ
nzọpụta nke Nna ahụ; ma Nna
na Mụ bụ otu.
36 Ma mgbe ahụ ka a ga-eweta
na mmezu ihe nke e dere ede:
[a]Teta, teta kwa ọzọ, ma yikwasị
ume gị, O Zaịọn; yikwasị ọmarị-
cha uwe gị nile, O Jerusalem,
obodo-ukwu dị nsọ, n'ihi na site
ugbua ọdịghị ndị ana-ebịghị-
ugwu na ndị na-adịghị-ọcha
ga-abata n'ime gị ọzọ.
37 Hụchapụ onwe gị site n'u-
zuzu; bilie, nọdụ ala, O Jerusa-
lem; tọpụ onwe gị site n'agbụ
nile nke olu gị, O ada-a-dọkpụ-
rụ-n'agha nke Zaịọn.
38 N'ihi na otu a ka Onye-nwe
kwuru: Unu erewo onwe unu
n'ihe efu, ma a ga-agbapụta unu
na-ejighi ego.
39 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
na ndị m ga-amata aha m; e, n'ụ-
bọchị ahụ ha ga-amata na ọ bụ
m bụ onye na-ekwu.
40 Ma mgbe ahụ ka ha ga-asị:
[a]Olee otu ịma mma ya siri dị
n'elu ugwu-ukwu nile bụ ụkwụ
abụọ nke onye ahụ na-ewetara
ha ozi nile nke ihe ọma, nke
[b]na-ekwupụta ụdọ; nke na-
eweta ozi nile nye ha maka ihe
ọma, nke na-ekwupụta nzọpụ-
ta; nke na-asị Zaịọn: Chineke
Gị na-achị!
41 Ma mgbe ahụ ka iti-mkpu
ga-aga n'iru: [a]Pụọ nụ, pụọ nụ,
si nụ n'ebe ahụ pụọ, emetụ-
kwala ihe nke [b]na-adịghị ọcha
aka; pụọ nụ site n'etiti ya; dị nụ

29*a* Aisa. 44:21; 3 Nif. 16:11–12.
*b* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.
*c* Emọs 9:14–15.
*d* NGAN Jerusalem.
31*a* 3 Nif. 5:21–26; 21:26–29.
32*a* Aisa. 52:8; 3 Nif. 16:18–20. NGAN Nche, Ndị-nche.
34*a* Aisa. 52:9.
36*a* Aisa. 52:1–3; OznỌd. 113:7–10. NGAN Zaịọn.
40*a* Aisa. 52:7; Nehum 1:15; Mosa. 15:13–18; OznỌd. 128:19.
*b* Mak. 13:10; 1 Nif. 13:37.
41*a* Aisa. 52:11–15.
*b* NGAN Ịdị Ọcha na Adịghị-Ọcha.

[c]ọcha unu ndị na-ebu ngwa-ọrụ
nke Onye-nwe.
42 N'ihi na unu [a]agaghị apụ
ọsọ-ọsọ ma-ọbụ jiri mgbapụ laa;
n'ihi na Onye-nwe ga-eburu
unu ụzọ gaa, ma Chineke nke
Israel ga-abụ onye-nche unu
kpo azụ.
43 Lee, nwa-oru m ga-akpa-
chapụ anya mee ihe; a ga-ebuli
ya elu ma too ya oke otuto ma ọ
ga-adị ezigbo elu.
44 Dịka ọ tụrụ ọtụtụ n'anya
maka gị—ile iru ya mebiri nke
ukwuu, karịa onye ọbụla, ma
ụdịdị ya karịa nke ụmụ nwoke
nile nke mmadụ—
45 Otu a ka ọ ga-esi [a]fesa ọtụtụ
mba; ndị eze nile ga-ekpuchibi-
do ya ọnụ ha, n'ihi ihe ahụ
nke a na-agwabeghị ha ka ha
ga-ahụ; ma nke ahụ ha na-anụ-
beghị ka ha tụgharịa-uche
maka ya.
46 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
ihe ndị a nile ga-abịarịrị, ọbụna
dịka Nna nyeworo m iwu. Mgbe
ahụ ka ọgbụgba-ndụ nke a nke
Nna gbaworo ya na ndị ya a ga-
emejupụta ya; ma mgbe ahụ ndị
m ga-ebi kwa na [a]Jerusalem ọzọ,
ma ọ ga-abụ ala nke nketa ha.

## ISI 21

*A ga-akpọkọta Israel mgbe Akwụ-
kwọ nke Mọmọn pụtara—A ga-
ehiwe ndị Jentaịlụ dịka ndị nwere
onwe ha na Amerika—A ga-azọ-
pụta ha ma ọbụrụ na ha e kwere ma
rube-isi; ma ọbụghị otu ahụ, a ga-
ebepụ ma bibie ha—Israel ga-ewu
Jerusalem Ọhụrụ ahụ, ma agbụrụ
nile ndị furu-efu ga-alaghachị. Ihe
dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA n'ezie asị m unu, ana m
enye unu ihe iriba-ama, ka unu
wee mata [a]oge ahụ mgbe ọ
ga-afọdụ nwantịntị ka ihe ndị
a mee—na aga m akpọkọta
bata, site n'ogologo mkposasị
ha, ndị m, O ụlọ nke Israel, ma
ga-ehiwe kwa ọzọ n'etiti ha
Zaịọn m;
2 Ma lee, nke a bụ ihe ahụ nke
m ga-enye unu maka ihe iriba-
ama—n'ihi na n'ezie asị m
unu na mgbe ihe ndị a nke m
na-ekwupụtara unu, na nke m
ga-ekwụpụtara unu ma emesịa
maka onwe m, na site n'ike nke
Mụọ Nsọ nke a ga-enye unu
site na Nna, a ga-eme ka ndị
Jentaịlụ mata ya ka ha wee
mata gbasara ndị a bụ ndị fọdụ-
rụ nke ụlọ nke Jekọb, na gbasara
ndị m nke a ndị ha ga-ekposasị;
3 N'ezie, n'ezie, asị m unu,
mgbe a ga-eme ka ha mata [a]ihe
ndị a site na Nna, ma ga-esi na
Nna pụta, site na ha bịaruo unu;
4 N'ihi na ọ bụ amamihe n'ime
Nna na a ga-ehiwe ha n'ala nke
a, ma e dozie ha dịka [a]ndị nwere
onwe ha site n'ike nke Nna, ka
ihe ndị a wee site n'aka ha pụta
ruo mkpụrụ-afọ unu nke fọdụ-
rụ, ka e wee mejupụta [b]ọgbụ-
gba-ndụ nke Nna nke ọ gbawo-
ro ya na ndị ya, O ụlọ nke Israel;

41*c* OznỌd. 133:5.
42*a* 3 Nif. 21:29.
45*a* Aisa. 52:15.
46*a* Ita 13:5, 11.
**21** 1*a* NGAN Ụbọchị Ndị Ikpe-azụ.
3*a* Ita 4:17; A—JS 1:34–36.
4*a* 1 Nif. 13:17–19; OznỌd. 101:77–80.
*b* Mọm 5:20. NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.

5 Ya mere, mgbe ọrụ nile ndị a
na ọrụ nile nke a ga-arụ n'etiti
unu ma emesịa ga-esi n'aka
[a]ndị Jentaịlụ pụta, ruo [b]mkpụ-
rụ-afọ unu ndị ga-ala-azụ n'e-
kweghị ekwe n'ihi ajọọ-omume.
6 N'ihi na otu a ka ọ masịrị
Nna na ọ ga-esị n'aka [a]ndị Jen-
taịlụ pụta, ka o wee gosịpụta
ike ya nye ndị Jentaịlụ, n'ihi
nke a ka ndị Jentaịlụ, ma ọbụrụ
na ha ghara imesi obi ha ike, ka
ha wee chegharịa ma bịakwute
m ma e mee ha baptism n'aha
m ma mata maka ihe ndị bụ ezi-
okwu nke ozizi m, ka e wee [b]gụ-
nye ha n'etiti ndị m, O ụlọ nke
Israel;
7 Ma mgbe ihe ndị a ruru na
[a]mkpụrụ-afọ gị ga-amalite ịma-
ta ihe ndị a—ọ ga-abụ ihe iriba-
ama nye ha, ka ha wee mata na
ọrụ nke Nna amalitewọrịị ruo
na nmejupụta nke ọgbụgba-ndụ
ahụ nke o meworo nye ndị bụ
nke ụlọ nke Israel.
8 Ma mgbe ụbọchị ahụ ga-abịa,
ọ ga-eru na ndị-eze ga-emechi
ọnụ ha; maka ihe nke a na-
agwabeghị ha ka ha ga-ahụ; ma
ihe ahụ nke ha na-anụbeghị ka
ha ga-atụgharị uche na ya.
9 N'ihi na n'ụbọchị ahụ, n'ihi
m ka Nna ga-arụ ọrụ, nke ga-
abụ [a]nnukwu na ọrụ dị ịtụ n'a-
nya n'etiti ha; ma a ga-enwe
n'etiti ha ndị na-agaghị e kwere
ya, ọbụnadị na otu nwoke ga-
ekwupụtara ha ya.
10 Mana lee, ndụ nke nwa-oru
m ga-adị n'aka m; ya mere ha
agaghị emeru ya arụ, ọbụnadị
na a [a]ga-emebi ụdị ya n'ihi ha.
Mana aga m agwọ ya, n'ihi na
aga m egosị ha na [b]amamihe m
karịrị aghụghọ nke ekwensu.
11 Ya mere ọ ga-eru na onye
ọbụla na-agaghị ekwe n'okwu
m nile, onye abụ m Jisus Kraịst,
nke Nna ga-eme ka [a]o wepụta-
ra ndị Jentaịlụ, ma ọ ga-enye ya
ike ka o wee wepụtara ha ndị
Jentaịlụ, (a ga-eme ya ọbụna
dịka Moses kwuru) a [b]ga-ebepụ
ha site n'etiti ndị m ndị bụ nke
ọgbụgba-ndụ ahụ.
12 Ma ndị m bụ ndị fọdụrụ
nke Jekọb ga-anọ n'etiti ndị
Jentaịlụ, e, n'etiti ha dịka
[a]ọdụm n'etiti ụmụ anụmanụ
nke ime ọhịa, dịka nwa ọdụm
n'etiti igwe-atụrụ ahụ, nke
ọbụrụ na ọ banye [b]ga-azọda
ma ga-adọkasị irighiri-irighiri,
ma ọdịghị onye ga-enwe ike
anapụta.
13 A ga-ewelite aka ha elu me-
gide ndị iro ha nile, ma ndị iro
ha nile a ga-ebepụ ha.
14 E, ahụhụ na adịrị ndị Jen-
taịlụ ma ọbụghị na ha [a]chegha-
rịrị; n'ihi na ọ ga-eru n'ụbọchị
ahụ, ka Nna kwuru, na aga m
ebepụ ịnyịnya unu site n'etiti

5*a* 3 Nif. 26:8.
*b* 2 Nif. 30:4–5; Mọm 5:15; OznỌd. 3:18–19.
6*a* 1 Nif. 10:14; Jekọb 5:54; 3 Nif. 16:4–7.
*b* Ndị-Gal. 3:7, 29; 3 Nif. 16:13; Abr. 2:9–11.
7*a* 3 Nif. 5:21–26.
9*a* Aisa. 29:13; Ọlndoz. 13:41; 1 Nif. 22:8. NGAN Mweghachi nke Ozi-ọma.
10*a* OznỌd. 135:1–3.
*b* OznỌd. 10:43.
11*a* 2 Nif. 3:6–15; Mọm 8:16, 25.
*b* OznỌd. 1:14.
12*a* Maịka 5:8–15; 3 Nif. 20:16.
*b* 3 Nif. 16:13–15.
14*a* 2 Nif. 10:18; 33:9.

unu, ma aga m ebibi ụgbọ-ala
unu nile;
15 Ma aga m ebepụ obodo-
ukwu nile nke ala unu, ma tụda
ebe unu nile ewusịrị ike;
16 Ma aga m ebepụ ndị amụsụ
nile site n'ala unu, ma unu aga-
ghị enwe ndị ọkọwa-akara aka;
17 [a]Arụsị a pịrị-apị unu nile ka
m ga-ebepụ kwa, na ihe a pịrị-
apị unu nile guzoro eguzo site
n'etiti unu, ma unu agaghị efe
kwa ọrụ-aka nile unu ọzọ;
18 Ma aga m efopụ osisi unu
nile site n'etiti unu; otu ahụ
ka m ga-esi bibie obodo-ukwu
unu nile.
19 Ma ọ ga-eru na [a]okwu ụgha
nile, na nghogbu nile, na ntaji-
anya nile, na esem-okwu nile,
nchụ-aja aghụghọ nile, na akwụ-
nakwụna nile, a ga-akwụsị ha.
20 N'ihi na ọ ga-eru, ka Nna
kwuru, na n'ụbọchị ahụ ndị
ọbụla na-agaghị echegharị ma
bịakwute Ọkpara m hụrụ n'a-
nya, ha ka m ga-ebepụ site n'eti-
ti ndị m, O ụlọ nke Israel;
21 Ma aga m abọkwasị ha ọbọ
na iwe, ọbụna dịka n'arụ ndị
na-ekweghị-ekwe, udị nke ha
na-anụbeghị.
22 Mana ọbụrụ na ha ga-eche-
gharị ma ñaa ntị n'okwu m
nile, ma ghara imesi obi ha ike,
aga m [a]ehiwe nzukọ-nsọ m n'e-
titi ha, ma ha ga-abata n'ime
ọgbụgba-ndụ ahụ ma [b]agụnye
ha n'etiti ndị a fọdụrụ nke
Jekọb, nye ndị m nyeworo ala
nke a maka ihe nketa ha;
23 Ma ha ga-enyere ndị m aka,
ndị fọdụrụ nke Jekọb, na kwa
ka ha ra bụ nke ụlọ nke Israel
ga-abịa, ka ha wee wuo obodo-
ukwu, nke a-ga akpọ [a]Jerusa-
lem Ọhụrụ ahụ.
24 Ma mgbe ahụ ka ha ga-
enyere ndị m aka ka e wee kpọ-
kọta bata ha, ndị e kposasịrị
n'elu iru nile nke ala ahụ, bata
n'ime Jerusalem Ọhụrụ ahụ.
25 Ma mgbe ahụ ka [a]ike nke
elu-igwe ga-agbadata n'etiti ha;
ma a [b]ga kwa m anọ n'etiti.
26 Ma mgbe ahụ ka ọrụ nke
Nna ga-amalite n'ụbọchị ahụ,
ọbụna mgbe a ga-ekwusa ozi-
ọma nke a n'etiti ndị fọdụrụ
na ndị a. N'ezie, asị m unu, n'ụ-
bọchị ahụ ka ọrụ nke Nna [a]ga-
amalite n'etiti ndị m nile gbasa-
sịrị, e, ọbụna agbụrụ nile nke
[b]fuworo efu, nke Nna dupụwo-
ro site na Jerusalem.
27 E, ọrụ ahụ ga-amalite n'etiti
ndị m nile [a]gbasasịrị, site na
Nna ịkwado uzo ahụ site n'ebe
ha ga-abịakwute m, ka ha wee
kpọkụo Nna n'aha m.
28 E, ma mgbe ahụ ka ọrụ
ahụ ga-amalite, site na Nna
n'etiti mba nile n'idozi uzo nke
a ga-esi [a]kpọkọta ha n'ụlọ n'ala
nke nketa ha.
29 Ma ha ga-apụ site na mba

17*a* Ọpụ. 20:3–4; Mosa. 13:12–13; OznỌd. 1:16. NGAN Ife Arụsị.
19*a* 3 Nif. 30:2.
22*a* NGAN Ọgbọ A Kara-aka.
*b* 2 Nif. 10:18–19; 3 Nif. 16:13.
23*a* 3 Nif. 20:22; Ita 13:1–12. NGAN Jerusalem Ọhụrụ.
25*a* 1 Nif. 13:37.
*b* Aisa. 2:2–4; 3 Nif. 24:1.
26*a* 1 Nif. 14:17; 3 Nif. 21:6–7.
*b* NGAN Israel—Agbụrụ iri nke Israel furu-efu.
27*a* 3 Nif. 16:4–5.
28*a* NGAN Israel—Mkpokọta nke Israel.

nile; ma ha agaghị apụ [a]ọsọ-ọsọ,
ma-ọbụ jiri mgbapụ laa n'ihi na
aga m eburu ha uzo gaa, ka Nna
kwuru, ma aga m abụ onye nche
na azụ ha.

## ISI 22

*N'ụbọchị ndị ikpe-azụ, Zaịọn na mpaghara-ukwu ya nile, ka a ga-ehiwe, ma a ga-ekpokọbata Israel n'ebere na ịdị-nro—Ha ga-añụrị ọñụ—Tulee Aịsaịa 54. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA mgbe ahụ ka ihe ahụ e dere
ede ga-eme: Bụọ abụ, O ndị n'e-
nweghị ike ịmụ nwa, unu ndị
na-amụghị nwa; tipụta [a]n'ịbụ
abụ, ma tisie mkpu ike, unu ndị
na-ataghị ahụhụ ịmụ nwa; n'ihi
na ụmụ nke tọgbọrọ-n'efu ka
ọtụtụ karịa ụmụ nke nwunye
lụrụ di, ka Onye-nwe kwuru.
2 Mee ka ebe ụlọ ikwuu gị bụ-
wanye ibu, ma mee ka ha setịpụ
akwa-mkpuchi nile nke ebe obi-
bi gị nile; e debekwala, gbatịa
ụdọ gị nile ogologo ma mee ka
[a]stek unu nile sie ike.
3 N'ihi na ị ga-agbasasị n'aka
nri ma n'aka ekpe, ma mkpụrụ-
afọ gị ga-eketa ndị [a]Jentaịlụ ma
mee obodo-ukwu tọgbọrọ-n'efu
nile ka mmadụ biri na ha.
4 Atụla egwu, n'ihi na ihere
agaghị eme gị; ọbụghị ma ị ga-
enwe mgbagwoju-anya, n'ihi
na-agaghị etinye gị [a]n'ihere;
n'ihi na ị ga-echefu ihere nke
mgbe okorọbịa gị, ma ị gaghị
echeta ihere e mere gị na mgbe
okorọbịa gị, ma ị gaghị echeta
kwa ihere e mere gị maka na di
gị nwụrụ-anwụ ọzọ.
5 N'ihi na onye kere gị, di gị,
Onye-nwe nke usuu nile nke
ndị-agha bụ aha ya; ma Onye-
Mgbapụta gị, Onye-Nsọ nke
Israel—Chineke nke ụwa nile
ka a ga-akpọ ya.
6 N'ihi na Onye-nwe akpọwo
gị dịka nwanyị a jụrụ-ajụ ma
nwe mwute na mụọ, na nwu-
nye nke okorọbịa, mgbe a jụrụ
gị, ka Chineke kwuru.
7 Na nwa oge ka m jụworo gị,
mana nnukwu ebere nile ka m
ga-eji kpọkọta gị.
8 Na nwa ntakịrị iwe e zoro m
iru m site n'ebe ị nọ na nwa oge,
mana obi-ọma mgbe nile na-adi-
gide ka m ga-eji mere gị [a]ebere,
ka Onye-nwe Onye-Mgbapụta
gị kwuru.
9 N'ihi [a]nke a, [b]mmiri nile nke
Noa nye m, n'ihi na dịka m ñụ-
woro-iyi na mmiri nile nke Noa
agaghị ekpuchi kwa ụwa ọzọ,
otua ka m ñụworo iyi na m aga-
ghị ewere gị oke iwe.
10 N'ihi na [a]ugwu-ukwu nile
ga-apụ ma a ga-ewepụ ugwu-
nta nile, mana obi-ọma m aga-
ghị esị n'ebe ị nọ [b]pụọ, ọbụghị
ma ọgbụgba-ndụ nke udo m a
ga ewepụ ya, ka Onye-nwe nke
nwere obi ebere n'arụ gị kwuru.
11 O gị onye a na-akpagbu
akpagbu, oke-ikuku-mmiri na

29*a* Aisa. 52:12; 3 Nif. 20:42.
**22** 1*a* NGAN Ịbụ Abụ.
2*a* NGAN Stek.
3*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
4*a* 2 Nif. 6:7, 13.
8*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
9*a* Aisa. 54:9.
*b* NGAN Idee Mmiri n'Oge Noa.
10*a* Aisa. 40:4.
*b* Abụọma 94:14; OznỌd. 35:25.

ebugharị, ma a naghị akasị gị
obi! Lee, aga m eji [a]okwute nile
tụrụ ọmarịcha agwa wugharịa
gị, ma jiri ọmarịcha ọla-safaịa
nile tụọ ntọ-ala gị nile.
12 Ma aga m eji ọla-aget nile
mee ọnụ-uzọ nta gị nile, ma jiri
ọla-kabọnkụl mee ọnụ-uzo-ama
gị nile, ma jiri okwute nile na
amasị anya mee oke-ala gị nile.
13 Ma [a]ụmụ gị nile a ga-akụzi-
ri ha ihe site n'aka Onye-nwe;
ma nnukwu ka udo nke ụmụ gị
ga-adị.
14 [a]N'ezi-omume ka a ga-ehi-
we gị; ị ga-anọ n'ebe dị anya
site na mmegbu n'ihi na ị gaghị
atụ egwu, ma site n'ihe iyi egwu
n'ihi na ọ gaghị abịa gị nso.
15 Lee, ha ga-agbakọtarịrị ọnụ
imegide gị, ọbụghị site na m;
ndị ọbụla ga-agbakọta ọnụ ime-
gide gị ga-ada n'ihi gị.
16 Lee, ekewo m onye-ọkpụ-
ụzụ nke na-afụ unyi nile dị
n'ọkụ, na nke na-ewepụta ngwa-
ọrụ maka ọrụ ya; ma ekewo m
onye-mbibi ka o bibie.
17 Ọ dịghị ngwa-agha ọbụla a
kpụrụ imegide gị ga-eme nke
ọma; ma ire ọbụla nke ga-ekwu
ajọọ-okwu megide gị n'ikpe, ị
ga-ama ya ikpe. Nke a bụ ihe
nketa nke ụmụ-oru nke Onye-
nwe, ma ezi-omume ha si na m,
ka Onye-nwe kwuru.

## ISI 23

*Jisus wee kwado okwu nile nke Aịsaịa — O wee nye ndị ahụ iwu ịchọsị ihe nile ndị-amụma dere ike — Okwu nile nke Samuel onye Leman gbasara Mbilite-n'onwu ahụ ka a gbakọnyere n'akụkọ-ndekọta ha nile. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua, lee, asị m unu, na
unu kwesịrị [a]ịchọ ihe ndị a. E,
iwu-nsọ ka m na-enye unu ka
unu jiri mgbalị chọsie ihe ndị
a ike; n'ihi na nnukwu ka okwu
nile nke [b]Aịsaịa dị.
2 N'ihi na n'ezie o kwuru na-
arụtụ-aka ihe nile gbasara ndị
m ndị bụ nke ụlọ nke Israel; ya
mere ọ dịrịrị mkpa na ọ ga-agwa
kwa ndị Jentaịlụ okwu.
3 Ma ihe nile nke o kwuru
adịwo ma [a]ga-adị, ọbụna dịka
okwu nile nke o kwuru siri dị.
4 Ya mere gee nu ntị n'okwu
m nile; dee ihe ndị m gwaworo
unu; ma dịka oge na uche nke
Nna siri dị, ha ga-aga n'iru rute
ndị Jentaịlụ.
5 Ma onye ọbụla nke ga-aña
ntị n'okwu m nile ma chegharịa
ma e mee ya baptism, onye ahụ
ka a ga-azọpụta. Chọọ ihe nile
[a]ndị-amụma dere, n'ihi na ọtụ-
tụ ka ha dị nke na-agba-ama
maka ihe ndị a.
6 Ma ugbua o wee ruo na
mgbe Jisus kwuworo okwu
ndị a ọ sị kwara ha ọzọ, mgbe
ọ kọwadarusịrị akwụkwọ-nsọ
ahụ ala nye ha nke ha natawo-
ro, ọ sịrị ha: Lee, akwụkwọ-
nsọ ndị ọzọ ọ ga-adị m mma

11*a* Mkpu. 21:18–21.
13*a* Jer. 31:33–34.
14*a* NGAN Ezi-omume, Ime Ezi-omume.
**23** 1*a* NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.
*b* 2 Nif. 25:1–5; Mọm 8:23.
NGAN Aịsaịa.
3*a* 3 Nif. 20:11–12.
5*a* Luk 24:25–27.

ka unu dee, nke ahụ unu na-
edebeghị.
7 Ma o wee ruo na ọ gwara
Nifaị: Weta nu akụkọ-ndekọta
nile nke unu debeworo.
8 Ma mgbe Nifaị wetaworo
akụkọ-ndekọta nile ahụ, ma tọ-
gbọwo ha n'iru ya, o lekwasịrị
ha anya ma sị:
9 N'ezie asị m unu, enyere
m nwa-oru m [a]Samuel, onye
Leman iwu, ka o wee gbaara
ndị a ama, na n'ụbọchị ahụ Nna
ga-enye aha ya otuto na m, na e
nwere [b]ọtụtụ [c]ndị nsọ ndị [d]ga-
ebilite site na ndị nwụrụ-anwụ,
ma ga-egosịpụta onwe ha nye
ọtụtụ, ma ga-akụziri ha ozi-ọma.
Ma ọ sịrị ha: Ọ dịghị otu ahụ?
10 Ma ndị na-eso uzo ya zara
ya ma sị: E, Onye-nwe, Samuel
buru amụma dịka okwu gị nile
siri dị, ma e mezuru ha nile.
11 Ma Jisus sịrị ha: Olee otu o
siri bụrụ na unu edebeghị ihe
nke a, na ọtụtụ ndị nsọ bilitere
ma gosị ọtụtụ mmadụ onwe ha
ma kuziere ha ozi-ọma?
12 Ma o wee ruo na Nifaị cheta-
ra na ihe nke a, edebeghị ya.
13 Ma o wee ruo na Jisus nyere
iwu ka e dee ya; ya mere e dere
ya dịka o siri nye iwu.
14 Ma ugbua o wee ruo
na mgbe Jisus [a]kọwadaruworo
akwụkwọ-nsọ nile ala n'otu, nke
ha deworo, o nyere ha iwu ka ha
kụzie ihe nile ahụ nke ọ kọwa-
daruworo ala nye ha.

## ISI 24

*Onye-ozị nke Onye-nwe ga-edozi uzo maka Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ—Kraịst ga-anọdụ n'ikpe—E nyere Israel iwu ịkwụ otu-uzo-n'uzo-iri nile na onyinye nile—A na-edebe akwụkwọ nke ncheta—Tulee Malakaị isi 3. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na o nyere ha iwu
ka ha dee okwu nile nke Nna
nyeworo Malakaị, nke ọ ga-
agwa ha. Ma o wee ruo na mgbe
e dechara ha ọ kọwadaruru ya
ala nye ha. Ma ndị a bụ okwu
nile nke ọ gwara ha, na-asị:
Otu a ka Nna kwuru nye
Malakaị—Lee, aga m eziga
[a]onye-ozi m, ma ọ ga-edozi uzo
n'iru m, ma Onye-nwe onye
nke unu na-achọ ga-abịa na
mbarede na temple ya, ọbụna
onye-ozi nke ọgbụgba-ndụ,
onye nke unu nwere mmasị na
ya; lee, o ga-abịa, ka Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru.
2 Mana onye [a]ga-anọru ụbọ-
chị nke ọbịbịa ya, ma onye ga-
eguzoro mgbe ọ ga-egosịpụta
onwe ya? N'ihi na ọ dị ka [b]ọkụ
onye-mmezi-ọla, na dị ka ncha
onye-mmezi-akwa.
3 Ma ọ ga-anọdụ dịka onye-
mmezi na onye-nsacha nke ọla-
ọcha; ma ọ ga-asacha [a]ụmụ
nwoke nile nke Livaị, ma sachaa

9*a* Hil. 13:2.
*b* Hil. 14:25.
*c* NGAN Onye-nsọ.
*d* Mat. 27:52–53.
NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
14*a* Luk 24:44–46.

**24** 1*a* OznỌd. 45:9.
2*a* 3 Nif. 25:1.
*b* Zek. 13:9;
OznỌd. 128:24.
NGAN Ụwa—Isacha ụwa; Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ nke Jisus Kraịst.
3*a* Deut. 10:8;
OznỌd. 84:31–34.

ha dị̣ka ọla-edo na ọla-ọcha, ka
ha wee [b]nye Onye-nwe onyinye
n'ezi-omume.
4 Mgbe ahụ ka onyinye nke
Juda na Jerusalem ga-enwe
mmasị nye Onye-nwe, dịka n'ụ-
bọchị nile nke mgbe ochie, ma
dịka n'afọ ndị mbụ nile.
5 Ma aga m abịa unu nso ikpe
ikpe; ma aga m abụ onye-aka-
ebe egbụghị oge megide ndị
ọkọwa-akara aka, na megide ndị
ọkwa-iko, na megide ndị ọñụ-
iyi ụgha nile, na megide ndị na-
achị ndị ọrụ-ngo ọchịchị aka ike
n'ikwụ ụgwọ-ọrụ ya nile, nwa-
nyị isimkpe na [a]ndị na-enweghị
nna, na ndị na-achụpụ ndị ọbịa,
ma ha anaghị atụ-egwu m, ka
Onye-nwe nke usuu nile nke
ndị-agha kwuru.
6 N'ihi na abụ m Onye-nwe,
anaghị m agbanwe-agbanwe;
ya mere unu ụmụ-nwoke nke
Jekọb a gaghị erechapụ unu.
7 Ọ bụna site n'ụbọchị nile
nke ndị nna unu, unu [a]apụwo
site n'ime emume nsọ m nile,
ma unu edebeghị ha. [b]Laghachi-
kwute m ma aga m alaghachi-
kwute unu, ka Onye-nwe nke
usuu nile nke ndị-agha kwuru.
Mana unu na-asị: Ole n'ebe anyị
ga-alaghachi?
8 Mmadụ o nwere ike izu
Chineke ori? Mana unu ezuwo
m ori. Ma unu na-asị: Olee n'ebe
anyị zuworo gị ori? [a]N'otu-uzo-
n'uzo-iri nile na [b]onyinye nile.
9 E jiri ọbụbụ-ọnụ bụọ unu
ọnụ, n'ihi na unu ezuwo m ori
ọbụna mba nke a nile.
10 Weta nu [a]otu-uzo n'uzo-iri
nile n'ime ụlọ-akụ ahụ, ka e wee
nwe ihe oriri n'ụlọ m; ma nwaa
m ugbua n'ihe nke a, ka Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru, ma mụ agaghị emeghere
unu windo nile nke elu-igwe,
ma wụpụtara unu [b]ngọzi nke a
na-agaghị enwe ebe ga-ezu ịna-
bata ya.
11 Ma aga m abara onye-nri-
chapụ ahụ mba n'ihi unu, ma ọ
gaghị ebibi mkpụrụ nile nke ala
unu; ọbụghị ma osisi-vine unu ọ
ga-atufusị mkpụrụ ya tutu oge
eruo n'ubi nile, ka Onye-nwe
nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru.
12 Ma mba nile ga-akpọ unu
ndị a gọzirị agọzi, n'ihi na unu
ga-abụ ala e nwere mmasị na
ya, ka Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha kwuru.
13 Okwu unu nile adịwo oke-
ike megide m, ka Onye-nwe
kwuru. Mana unu na-asị: Ginị
ka anyị kwuworo megide gị?
14 Unu asịwo: Ọ bụ ihe efu ije-
re Chineke ozi, ma uru gịnị ka ọ
na-enye na anyị edebewo emu-
me nsọ nile ma na anyị agawo
ije n'iru uju n'iru Onye-nwe nke
usuu nile nke ndị-agha?
15 Ma ugbua anyị na-akpọ ndị
mpako ndị añụrị; e, ndị ahụ na
arụ ọrụ ajọọ-omume ka a na-
ebuli elu; e, ndị nke na anwa
Chineke ka a na-anapụta.

3*b* OznỌd. 13:1.
5*a* Jemes 1:27.
7*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.
*b* Hil. 13:11; 3 Nif. 10:6; Moro. 9:22.
8*a* NGAN Ịkwu Otu Ụzọ n'Ụzọ Iri, Otu Ụzọ N'ime Ụzọ Iri nile.
*b* NGAN Onyinye.
10*a* OznỌd. 64:23; 119:1–7.
*b* NGAN Gọzie, Gọziri, Ngọzi.

16 Mgbe ahụ ndị nke tụrụ
egwu Onye-nwe onye ọbụla
[a]gwara ibe ya okwu ugboro-
ugboro, ma Onye-nwe ñara-ntị
ma nụ; ma e dere [b]akwụkwọ nke
ncheta n'iru ya maka ndị nke
tụrụ-egwu Onye-nwe, na ndị
nyere aha ya nsọpụrụ.
17 Ma ha ga-abụ nke m, ka
Onye-nwe nke usuu nile nke
ndị-agha kwuru, n'ụbọchị ahụ
mgbe m [a]ga-ahọrọ ọla-ịchọ-mma
m nile; ma aga m edebe ha dịka
nwoke si edebe nwa nke ya nke
na-ejere ya ozi.
18 Mgbe ahụ ka unu ga-ala-
ghachị ma gosị [a]ihe dị iche
n'etiti ndị ezi-omume na ndị
ajọọ-omume, n'etiti onye nke na
ejere Chineke ozi na onye nke
na-anaghị ejere ya ozi.

## ISI 25

*N'Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ, ndị mpako na ndị ajọọ-omume a ga-ere ha ọkụ dị ka ahihịa kpọrọ-nkụ—Elaịja ga-alaghachị tutu nnukwu na ụbọchị ahụ dị oke egwu—Tulee Malakaị isi 4. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

N'IHI-NA lee, ụbọchị ahụ na-
abịa nke [a]ga-ere ọkụ dịka ite
ọkụ; ma [b]ndị mpako nile, e, na
ndị nile na eme ajọọ-omume,
ga-abụ ahihịa kpọrọnkụ; ma
ụbọchị nke na-abịa ga-erechapụ
ha, ka Onye-nwe nke usuu nile
nke ndị-agha kwuru, ka o wee
ghara ịhapụrụ ha mgbọrọgwụ
ma-ọbụ ngalaba.
2 Mana nye unu ndị na atụ-
egwu aha m, ka [a]Ọkpara nke
Ezi-omume ga-eji ọgwụgwọ na
nku ya nile bilite; ma unu ga-
aga n'iru ma [b]tolite dịka [c]ụmụ-
ehi nọ n'ụlọ-anụ.
3 Ma unu [a]ga-azọda ndị ajọọ-
omume; n'ihi na ha ga-abụ ntụ
n'okpuru ụkwụ unu n'ụbọchị
nke m ga-eme nke a, ka Onye-
nwe nke usuu nile nke ndị-agha
kwuru.
4 Cheta nu iwu nke Moses,
nwa-oru m, nke m nyere ya
n'iwu na [a]Horeb maka Israel
nile, jiri usoro iwu nile na ikpe
nile.
5 Lee, a ga m ezitara unu [a]Elaịja
onye-amụma ahụ tutu ọbịbịa
nke nnukwu [b]ụbọchị ahụ dị
egwu nke Onye-nwe;
6 Ma ọ [a]ga-atụgharị obi nke ndị
nna nye ndị bụ ụmụ, na obi nke
ndị bụ ụmụ nye ndị nna ha, ka
m wee ghara ịbịa ma jiri ọbụbụ-
ọnụ tie ụwa otiti ihe.

16*a* Moro. 6:5.
*b* OznỌd. 85:9; Moses 6:5. NGAN Akwụkwọ nke Ncheta.
17*a* OznỌd. 101:3.
18*a* NGAN Igosipụta Ihe Di Iche, Onyinye nke.
**25** 1*a* Aisa. 24:6; 1 Nif. 22:15; 3 Nif. 24:2; OznỌd. 29:9; 64:23–24; 133:64; A—JS 1:37. NGAN Ụwa—Isacha ụwa.
*b* 2 Nif. 20:33. NGAN Mpako.
2*a* Ita 9:22.
*b* OznỌd. 45:58.
*c* Emọs 6:4; 1 Nif. 22:24.
3*a* 3 Nif. 21:12.
4*a* Ọpụ. 3:1–6.
5*a* 2 Ndez. 2:1–2; OznỌd. 2:1; 110:13–16; 128:17–18. NGAN Elaịja; Nzọpụta Maka ndị Nwụrụ-anwụ; Arachi, Rachie.
*b* NGAN Ọbịbịa nke Ugboro Abụọ nke Jisus Kraịst.
6*a* OznỌd. 2:2.

## ISI 26

*Jisus wee kọwadaruo ihe nile ala site na mmalite ruo n'ọgwụgwụ—Ụmụaka na ụmụ-ntakịrị wee kwupụta ihe ndị dị ịtụ-n'anya ndị a na-enweghị ike ide ede—Ndị nọ na Nzukọ-nsọ nke Kraịst na-enwekọrịta ihe nile onu n'etiti ha. Ihe dịka afọ 34 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na mgbe
Jisus kọsịworo ihe ndị a ọ kọwa-
daruru ha ala nye igwe-mmadụ
ahụ; ma ọ kọwadaruru ihe nile
ala nye ha, ma ndị ukwu ma
ndị nta.
2 Ma ọ sịrị: [a]akwụkwọ-nsọ
ndị a, nke unu na-ejighi n'onwe
unu, Nna nyere iwu ka m nye
unu ya; n'ihi na ọbụụrụ amami-
he n'ime ya ka e wee nye ha
ọgbọ ndị na-abịa-abịa.
3 Ma ọ kọwadaruru ihe nile
ala, ọbụna site na mmalite ruo
oge nke ọ ga-abịa [a]n'otuto ya—
e, ọbụna ihe nile nke ga-abịa
n'elu iru nke ụwa, ọbụna ruo
mgbe [b]ihe nile-e jiri mee ihe ga-
agbaze site na ịdị oke ọkụ, ma
a [c]ga-afụkọta ụwa ọnụ dịka
akwụkwọ e dere ede, ma elu-
igwe nile na ụwa ga-agabiga;
4 Ma ọbụna ruo na [a]nnukwu
na ụbọchị ikpe-azụ ahụ, mgbe
ndị nile, na ebo nile, na mba
nile na asụsụ nile [b]ga-eguzoro
n'iru Chineke, ka e kpee ha ikpe
maka ọrụ ha nile, ma ha dị mma
ma-ọbụ ma ha dị njọ—
5 Ọ bụrụ na ha dị mma, gaa na
[a]mbilite n'ọnwụ nke ndụ mgbe
nile na-adigide; ma ọbụrụ na ha
dị njọ, gaa na mbilite nke ọmụ-
ma-ikpe; ebe ha dị n'ahịrị abụọ
na-enweghị ike izute onwe ha,
otu dị n'otu akụkụ na nke ọzọ
n'akụkụ nke ọzọ, dịka ebere
ahụ, na [b]ikpe ahụ ziri-ezi, na ịdị-
nsọ nke dị n'ime Kraịst siri dị,
onye nọ [c]tutu ụwa amalite.
6 Ma ugbua a gaghị enwe ike
ide ha n'ime akwụkwọ a ọbụna
[a]otu uzo n'uzo otu narị akụkụ
nke ihe nile nke Jisus kụziiri ndị
ahụ n'ezie;
7 Mana lee [a]epekele nile nke
Nifaị banyere akụkụ nke karịrị
n'ihe nile nke ọ kụziiri ndị ahụ.
8 Ma ihe ndị a ka m deworo,
ndị bụ akụkụ nke ka ntakịrị
n'ihe ndị ahụ ọ kụziiri ndị ahụ;
ma e dewo m ha n'ihi ebum-
n'obi na e nwere ike iweta kwa
ha ọzọ nye ndị a, [a]site na ndị
Jentaịlụ, dịka okwu nile nke
Jisus kwuworo siri dị.
9 Ma mgbe ha ga-anatawọrịị
nke a, nke dị mkpa na ha ga-
ebu-ụzọ nweta, inwale okwu-
kwe ha, ma ọbụrụ na ha ga-
ekwere ihe ndị a mgbe ahụ ka

---

**26** 2*a* NB Mal. Isi nile 3 na 4, e nomiri n'ime 3 Nif. isi nile 24 na 25.
3*a* NGAN Jisus Kraịst—Otuto nke Jisus Kraịst.
*b* Emọs 9:13; 2 Pita 3:10, 12; Mọm 9:2.
NGAN Ụwa—Isacha ụwa; Ụwa—Ọgwụgwụ nke Ụwa.
*c* Mọm 5:23.
4*a* Hil. 12:25; 3 Nif. 28:31.
*b* Mosa. 16:10–11. NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
5*a* Dan. 12:2; Jọn 5:29.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*c* Ita 3:14. NGAN Jisus Kraịst—Ọdịdị nke Kraịst tutu anụ arụ.
6*a* Jọn 21:25; 3 Nif. 5:8.
7*a* NGAN Ekpele nile.
8*a* 3 Nif. 21:5–6.

a ga-ekpughere ha ihe ndị nke
[a]kariri nnukwu.
10 Ma ọbụrụ na ha agaghị e
kwere ihe ndị a, mgbe ahụ ka a
[a]ga-ejichi ihe ndị nke kariri nnu-
kwu site n'ebe ha nọ, ruo n'a-
mam-ikpe ha.
11 Lee, a chọrọ m ide ha, ihe
nile ndị a kanyere n'elu epekele
nke Nifaị, mana Onye-nwe jụ-
rụ ya, na-asị: Aga m [a]anwale
okwukwe nke ndị m.
12 Ya mere mụ, Mọmọn, na-
ede ihe ndị Onye-nwe nyewo-
ro m n'iwu. Ma ugbua mụ,
Mọmọn, na-abịa na ngwụcha
nke ikwu okwu m nile, ma
na-aga n'iru ide ihe ndị e nye-
woro m n'iwu.
13 Ya mere ọ ga-adị m mma ka
unu hụ na Onye-nwe kụziiri
ndị ahụ ihe n'ezi-okwu, mkpụ-
rụ ụbọchị atọ; ma mgbe nke ahụ
mesịrị o [a]gosịrị ha onwe ya
ọtụtụ mgbe, ma nyawa [b]achị-
cha ọtụtụ mgbe, ma gọzie ya,
ma nye ha ya.
14 Ma o wee ruo na ọ kụziri
ma kwusaa ozi-ọma nye [a]ụmụ
nke igwe-mmadụ ahụ ndị nke
e kwuworo maka ha, ma ọ [b]tọ-
ghepụrụ ire ha nile, ma ha kwu-
saara ndị nna ha nnukwu ihe
ịtụ-n'anya nile, ọbụna karịa ka
o kpugheworo nye ndị ahụ; ma
ọ tọghepụrụ ire ha nile ka ha
wee kwuo okwu.
15 Ma o wee ruo na mgbe ọ
rigoworo n'elu-igwe—nke ugbo-
ro abụọ na o gosịrị ha onwe ya,
ma ọ gakwuworo Nna, mgbe ọ
[a]gwọsịworo ndị ọrịa ha, na ndị
ngwọro ha, ma meghee anya
nile nke ndị isi ha ma kwụsị-
imechị ntị nile nke ndị na-echi
ntị, ma ọbụna o mewo ụdị
ịgwọ-ọrịa nile dị iche iche n'eti-
ti ha, ma kulite otu nwoke
site na ndị nwụrụ-anwụ, ma o
gosipụtawo ha ike ya, ma ọ
rịgokwuruwo Nna.
16 Lee, o wee ruo n'echi ya
na igwe-mmadụ ahụ kpọkọta-
ra onwe ha ọnụ, ma ha hụrụ
ma nụ kwa ihe ụmụ ndị a kwu-
ru; e, ọbụna [a]ụmụaka meghere
ọnụ ha nile ma kwuo ihe dị
ịtụ-n'anya; ma ihe ndị nke ha
kwuru a jụrụ ka onye ọbụla
ghara ide ha.
17 Ma o wee ruo na [a]ndị na-eso
uzo ahụ nke Jisus họrọworo ma-
litere site n'oge ahụ gaa n'iru
[b]ime baptism na ịkụziri ka ha
ra bịakwutere ha; ma ka ha ra
bụ ndị e mere baptism n'aha
nke Jisus emejupụtara ha na
Mụọ Nsọ.
18 Ma ọtụtụ n'ime ha hụrụ
ma nụ ihe ndị a na-enweghị-ike
ikwu, ndị [a]na-adịghị n'iwu ka
e dee ha.
19 Ma ha kụziri, ma ha kwusa-
ra ozi-ọma otu onye nye ibe
ya; ma ha nwekọrịtara [a]ihe nile
[b]n'otu n'etiti ha, onye ọbụla na-
eme ihe ziri-ezi, otu na ibe ya.
20 Ma o wee ruo na ha mere ihe

9*a* Ita 4:4–10.
10*a* Alma 12:9–11.
11*a* Ita 12:6.
13*a* Jọn 21:14.
*b* 3 Nif. 20:3–9.
NGAN Oriri-nsọ.
14*a* 3 Nif. 17:11–12.
*b* Alma 32:23;
3 Nif. 26:16.
15*a* 3 Nif. 17:9.
NGAN Gwọọ,
Ọgwụgwọ nile;
Ọrụ Ebube.
16*a* Mat. 11:25.
17*a* 3 Nif. 19:4–13.
*b* 4 Ne. 1:1.
18*a* 3 Nif. 26:11.
19*a* 4 Ne. 1:3.
*b* NGAN Doo Nsọ, Iwu
nke Nnyefechasi.

nile ọbụna dịka Jisus nyeworo
ha n'iwu.
21 Ma ndị ahụ e mere baptism
n'aha nke Jisus a kpọrọ ha [a]nzu-
kọ-nsọ nke Kraịst.

## ISI 27

*Jisus wee nye ha iwu ịkpọ Nzukọ-nsọ ahụ n'aha ya—Ị gbasa-ozi ya na ịchụ-aja mgbaghara-mmehie ya mejupụtara ozi-ọma ya—A na-enye ndị mmadụ iwu ka ha cheghariạ ma e mee ha baptism ka e wee sachaa ha site na Mụọ-Nsọ—Ha kwesịrị ịdị ọbụna otu Jisus dị. Ihe dịka site na afọ 34 ruo 35 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA o wee ruo na dịka ndị na-
eso ụzọ Jisus na-aga njem ma
na-ekwusa ihe ndị ha nụworo
ma hụ kwa, ma na-eme baptism
n'aha nke Jisus, o wee ruo na ndị
na-eso ụzọ ya gbakọtara ma [a]ji-
kọta onwe ha n'ọnụ na nnukwu
ekpere na [b]obubu-ọnụ.
2 Ma Jisus [a]gosịrị ha onwe
ya ọzọ, n'ihi na ha nọ na-ekpe
ekpere nye Nna n'aha ya; ma
Jisus bịara ma guzoro n'etiti ha,
ma sị ha: Gịnị ka unu chọrọ ka
m nye unu?
3 Ma ha sịrị ya: Onye-nwe,
anyị chọrọ ka ị gwa anyị aha nke
anyị ga-akpọ nzukọ-nsọ nke a;
n'ihi na e nwere ịrụ-ụka nile n'e-
titi ndị ahụ gbasara ihe nke a.
4 Ma Onye-nwe sịrị ha: N'ezie,
n'ezie, asị m unu, gịnị mere ndị
ahụ ga-eji na-atamu ma na arụ-
ụka n'ihi ihe nke a?
5 Ha agụbeghị akwụkwọ-nsọ
nile, nke sị na unu ga-ewekwasị
onwe unu [a]aha nke Kraịst, nke
bụ aha m? N'ihi na n'aha nke
a ka a ga-akpọ unu n'ụbọchị
ikpe-azụ;
6 Ma onye ọbụla nke wekwa-
sịrị onwe ya aha m, ma [a]nọgide
ruo ọgwụgwụ, onye ahụ a ga-
azọpụta ya n'ụbọchị ikpe-azụ.
7 Ya mere, ihe ọbụla unu ga-
eme, unu ga-eme ya n'aha m; ya
mere unu ga-akpọ nzukọ-nsọ
ahụ n'aha m; ma unu ga-akpọ-
kụ Nna n'aha m ka o wee gọzie
nzukọ-nsọ ahụ n'ihi m.
8 Ma olee otu o siri bụrụ [a]nzu-
kọ-nsọ [b]m ma ọbụghị na a kpọ-
rọ ya n'aha m? N'ihi na ọbụrụ
na a kpọọ nzukọ-nsọ n'aha
Moses mgbe ahụ ọ bụ nzukọ-
nsọ Moses; ma-ọbụ ọbụrụ na a
kpọọ ya aha mmadụ mgbe ahụ
ọ bụ nzukọ-nsọ nke mmadụ;
mana ọbụrụ na a kpọọ ya n'aha
m mgbe ahụ ọ bụ nzukọ-nsọ m,
ma ọbụrụ na e wukwasịrị ha
n'ozi-ọma m.
9 N'ezie asị m unu, na e
wukwasịrị unu n'ozi-ọma m;
ya mere unu ga-akpọ ihe ọbụla
unu na-akpọ, n'aha m, ya mere
ọbụrụ na unu kpọkuo Nna,
maka nzukọ-nsọ ahụ, ọbụrụ
na ọ bụ n'aha m Nna ga-anụ
olu unu;

21*a* Mosa. 18:17.
NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
**27** 1*a* OznỌd. 29:6.
*b* Alma 6:6.
NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.
2*a* 3 Nif. 26:13.
NGAN Jisus Kraịst—Ị pụta ìhè nile nke Kraịst mgbe o nweta sịwororị anụ arụ.
5*a* NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
6*a* 3 Nif. 15:9.
8*a* NGAN Jisus Kraịst—Onye-isi Nzukọ-nsọ.
*b* OznỌd. 115:4.

10 Ma ọbụrụ na nzukọ-nsọ ahụ e wuru ya n’ozi-ọma m mgbe ahụ ka Nna ga-egosịpụta ọrụ nke ya nile na ya.

11 Mana ọbụrụ na e wukwasịghị ya n’ozi-ọma m, ma e wukwasịrị ya n’ọrụ nile nke mmadụ, ma-ọbụ n’ọrụ nile nke ekwensu, n’ezie asị m unu ha nwere añụrị n’ọrụ ha nile n’ihi nwa oge, ma emesịa kwa ogwụgwụ ahụ ga-abịa, ma a [a]ga-egbutu ha ma tụba ha n’ime ọkụ, site n’ebe nke na-enweghị nlaghachị.

12 N’ihi na ọrụ ha nile [a]na-eso ha, n’ihi na ọ bụ n’ihi ọrụ ha nile ka e jiri gbutuo ha; ya mere cheta ihe nile nke m gwaworo unu.

13 Lee enyewo m unu [a]ozi-ọma m, ma nke a bụ ozi-ọma ahụ nke m nyeworo unu — na m bịara n’ime ụwa ime [b]uche nke Nna m, n’ihi na Nna m zitara m.

14 Ma Nna m zitara m ka e wee [a]bulie m n’elu obe; ma mgbe e buliworo m n’elu obe, ka m wee [b]dọtara mmadụ nile onwe m, ka dịka ndị mmadụ sịworo bulie m elu ọbụna otu ahụ ka Nna ga-esi bulie ndị mmadụ elu, iguzoro n’iru m, ka [c]ekpe ha ikpe maka ọrụ ha nile, ma ha dị mma ma-ọbụ ma ha dị njọ.

15 Ma n’ihi nke a ka e [a]buliteworo m elu; ya mere, dịka ike nke Nna siri dị aga m adọtara onwe m mmadụ nile, ka e wee kpee ha ikpe dịka ọrụ ha nile siri dị.

16 Ma ọ ga-eru, na onye ọbụla [a]chegharịrị ma e [b]mee ya baptism n’aha m a ga-emejupụta ya; ma ọbụrụ na ọ [c]nagide ruo na ọgwụgwụ, lee, ya ka m ga-agụ onye ikpe-na-amaghị n’iru Nna m n’ụbọchị nke m ga-eguzoro ikpe ụwa ikpe.

17 Ma onye nke na-anagideghị ruo na ọgwụgwụ, onye ahụ bụ onye a ga-egbutu kwa ma tụba n’ime ọkụ, site n’ebe nke ha na-agaghị alaghachị ọzọ, n’ihi [a]ikpe-ziri-ezi nke Nna.

18 Ma nke a bụ okwu ahụ nke o nyeworo ụmụ nke mmadụ. Ma n’ihi nke a ọ na-emejupụta okwu nile nke o nyeworo, ma ọ naghị ekwu okwu ụgha, ma ọ na-emejupụta okwu ya nile.

19 Ma [a]ọdịghị ihe ọbụla na-adịghị ọcha nwere ike ịba n’ala-eze ya; ya mere ọdịghị ihe ga-aba n’ime [b]izu-ike ya ma ọbụghị ndị ahụ [c]sachaworo uwe ha nile n’ọbara m, n’ihi okwukwe ha, na nchegharị nke mmehie ha nile, na ikwesị-ntụkwasị-obi ha ruo na n’ọgwụgwụ

20 Ugbua nke a bụ iwu-nsọ ahụ: [a]Chegharịa, unu nsọtụ nile

11*a* Alma 5:52.
12*a* Mkpu. 14:13; OznỌd. 59:2.
13*a* OznỌd. 76:40–42. NGAN Ozi-ọma.
*b* Jọn 6:38–39.
14*a* 1 Nif. 11:32–33; Moses 7:55.
*b* Jọn 6:44; 2 Nif. 9:5; OznỌd. 27:18.
*c* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.
15*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
16*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
*b* NGAN Baptism, Mee Baptism.
*c* 1 Nif. 13:37. NGAN Nọgide.
17*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
19*a* Alma 11:37.
*b* OznỌd. 84:24. NGAN Izu-ike.
*c* Mkpu. 1:5; 7:14; Alma 5:21, 27; 13:11–13.
20*a* Ita 4:18.

nke ụwa, ma bịakwute m ma ka e [b]mee unu baptism n'aha m, ka e wee [c]doo unu nsọ site na nnabata nke Mụọ Nsọ ahụ, ka unu wee guzoro [d]n'enweghị ntụpọ n'iru m n'ụbọchị ikpe-azụ.

21 N'ezie, n'ezie, asị m unu, nke a bụ ozi-ọma m; ma unu matara ihe ndị nke unu ga-emerịrị n'ime nzukọ-nsọ m; n'ihi na ọrụ nile nke unu hụworo m narụ nke ahụ ka unu ga-arụ kwa; n'ihi na ihe ahụ nke unu hụworo m na arụ ọbụna nke ahụ ka unu ga-arụ.

22 Ya mere, ọbụrụ na unu mee ihe ndị a unu nwere ngọzi, n'ihi na a ga ebuli unu elu n'ụbọchị ikpe-azụ.

23 Dee ihe nile nke unu hụworo ma nụ kwa, ma ọbụghị ndị nke a sị [a]edela.

24 Dee ọrụ nile nke ndị a, nke ga-adi, ọbụna dịka e deworo ya, maka ihe ndị ahụ dị na mbụ.

25 N'ihi na lee, site n'ime akwụkwọ nile ndị nke e deworo, na ndị nke a ga-ede, ka a ga-esi [a]kpee ndị a ikpe, n'ihi na site na ha ka ndị mmadụ ga-esi mata [b]ọrụ ha nile.

26 Ma lee, ihe nile Nna [a]dere ha; ya mere site n'akwụkwọ nile nke a ga-ede ka a ga-esi kpee ụwa ikpe.

27 Ma mata nụ na [a]unu ga-abụ ndị ikpe nke ndị a, dịka ikpe nke m ga-enye unu siri dị, nke ga ezi-ezi. Ya mere, olee [b]ụdị mmadụ unu kwesịrị ịbụ? N'ezie asị m unu, ọbụna [c]dịka m dị.

28 Ma ugbua a na m [a]agakwuru Nna. Ma n'ezie asị m unu, ihe ọbụla unu ga-arịọ Nna n'aha m a ga-enye unu ya.

29 Ya mere, [a]rịọ, ma unu ga-anata; kụọ aka, ma a ga-emeghere unu; n'ihi na onye nke narịọ, na-anata; ma nye onye nke na-akụ aka, a ga-emeghere ya.

30 Ma ugbua, lee, ọñụ m dị ukwuu, ọbụna ruo ojuju, n'ihi unu, na kwa ọgbọ nke a; e, ma ọbụna Nna na-añụrị, na kwa ndị mụọ-ozi nile dị nsọ, n'ihi unu na ọgbọ nke a; n'ihi na [a]ọdịghị onye ọbụla n'ime ha furu efu.

31 Lee ọ dị m ka asị na unu ga-aghọta, n'ihi na ana m ekwu maka ndị nke dị ndụ [a]ugbua [b]n'ọgbọ nke a; ma ọdịghị onye ọbụla n'ime ha furu efu; ma n'ime ha enwere m uju nke [c]ọñụ.

32 Mana lee, ọ na ewute m maka [a]ọgbọ nke anọ site n'ọgbọ nke a, n'ihi na a na-eduru ha ndị-a-dọkpụrụ n'agha site na ya ọbụna dịka e siri mee nwa-nwoke nke mbibi; n'ihi na ha ga-ere m maka ọla-ọcha na ọla-edo, na maka ihe nke [b]ahụhụ na emebi na nke ndị-ori nwere ike ịkụka

20*b* NGAN Baptism, Mee Baptism—Ọdị mkpa.
*c* NGAN Ido-nsọ.
*d* OznỌd. 4:2.
23*a* 3 Nif. 26:16.
25*a* 2 Nif. 33:10–15; OkwMọm. 1:11.
*b* 1 Nif. 15:32–33.
26*a* 3 Nif. 24:16.
NGAN Akwụkwọ nke Ndụ.
27*a* 1 Nif. 12:9–10; Mọm 3:19.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ima-atụ nke Jisus Kraịst.
*c* Mat. 5:48; 3 Nif. 12:48.
28*a* Jọn 20:17.
29*a* Mat. 7:7; 3 Nif. 14:7.
30*a* Jọn 17:12.
31*a* 3 Nif. 9:11–13; 10:12.
*b* 3 Nif. 28:23.
*c* NGAN Ọñụ.
32*a* 2 Nif. 26:9–10; Alma 45:10, 12.
*b* Mat. 6:19–21; 3 Nif. 13:19–21.

ma zuo ori. Ma n'ụbọchị ahụ ka
m ga-eleta ha, ọbụna n'ịtụgharị
ọrụ ha nile n'isi nile nke ha.
33 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
kwuchaworo ihe nkwupụta
nile ndị a ọ sịrị ndị na-eso uzo
ya: Baa nụ site [a]n'ọnụ-ụzọ-ama
ahụ dị kwa mkpafa; n'ihi mkpa-
fa ka ọnụ-ụzọ-ama ahụ dị, ma
wara-wara ka ụzọ ahụ dị nke
na-eduba na ndụ, ma ole na ole
ka ha dị bụ ndị chọtara ya;
mana obosara ka ọnụ-ụzọ-ama
ahụ dị, ma mbara ka ụzọ ahụ dị
nke na-eduba n'onwu, ma ọtụ-
tụ ka ha dị bụ ndị na-aga njem
n'ime ya, ruo mgbe abalị bịara,
n'ime nke na-enweghị onye
nwere ike ịrụ ọrụ.

## ISI 28

*Iteghete n'ime Iri na abụọ ahụ wee chọọ ma e kwere ha nkwa ihe nketa n'ime ala-eze Kraịst ma ha nwụọ—Ndị Nifaị Atọ ahụ wee chọọ ma e nyere ha ike imeri ọnwụ ka ha wee nọgide n'ụwa ruo mgbe Jisus ga-abịa ọzọ—E nwogharịrị ha ma hụ ihe nile na-akwadoghị n'iwu ikwupụta, ma ha na-akụzi ozi-ọma n'eti-ti ndị mmadụ. Ihe dịka site na afọ 34 ruo 35 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA o wee ruo mgbe Jisus
kwuworo okwu ndị a, ọ gwara
ndị na-eso uzo ya okwu, n'otu
n'otu, na-asị ha: Gịnị ka unu
chọrọ n'aka m, mgbe m gakwu-
woro Nna?
2 Ma ha nile wee kwuo okwu,
ma ewezuga atọ, na-asị: Anyị
chọrọ ka mgbe anyị bichaworo
afọ nke mmadụ, ka ije-ozi anyị,
n'ime nke i kpọworo anyị, ga-
enwe ngwụcha, ka anyị wee bịa-
kwute gị ọsọ-ọsọ n'ala-eze gị.
3 Ma ọ sịrị ha: Ngọzi na-adịrị
unu n'ihi na unu chọrọ ihe nke
a n'aka m; ya mere, mgbe unu
gbasịworo iri afọ asaa na abụọ
unu ga-abịakwute m n'ala-eze
m; ma n'ebe m nọ unu ga-achọ-
ta [a]ezumike.
4 Ma mgbe ọ gwaworo ha
okwu, ọ tụgharịrị onwe ya nye
atọ ndị ahụ, ma sị ha: Gịnị ka
unu chọrọ ka m meere unu,
mgbe m gakwuworo Nna?
5 Ma ha nwere mwute n'obi
ha, n'ihi na ha anwaghị-anwa
ịgwa ya ihe nke ha chọrọ.
6 Ma ọ sịrị ha: Lee, [a]ama m
echiche unu nile, ma unu achọ-
wo ihe ahụ nke [b]Jọn, onye m
hụrụ n'anya, onye mụ na ya nọ
na ije-ozi m, tutu mgbe ndị Juu
buliri m elu, chọrọ n'aka m.
7 Ya mere, ngọzi karịrị na-adị-
rị unu, n'ihi na unu [a]agaghị ede-
tụ [b]ọnwụ ire mgbe ọbụla, mana
unu ga-ebi ịhụ ihe nile nke Nna
mesoro ụmụ nke mmadụ, ọbụ-
na ruo mgbe ihe nile ga-emezu
dịka uche nke Nna siri dị, mgbe
m ga-abịa n'otuto m jiri [c]ike nile
nke elu-igwe.
8 Ma unu agaghị anagide
mgbu nile nke ọnwụ mgbe
ọbụla; mana mgbe m ga-abịa

33*a* Mat. 7:13–14; 3 Nif. 14:13–14; OznỌd. 22:1–4.
**28** 3*a* NGAN Izu-ike.
6*a* Emọs 4:13; Alma 18:32.
*b* Jọn 21:21–23; OznỌd. 7:1–4.
7*a* 4 Ne. 1:14; Mọm 8:10–11; Ita 12:17.
*b* NGAN Ndị nile e Nwogharịrị Enwogharị.
*c* 3 Nif. 20:22.

n'otuto m a ga-agbanwe unu
n'otu ntabi-anya site [a]n'ịnwụ
anwụ baa [b]n'anwụghị anwụ;
ma mgbe ahụ ka unu ga-enwe
ngọzi n'ala-eze nke Nna m.
9 Ma ọzọ, unu agaghị enwe
mgbu mgbe unu ga-ebi n'anụ-
arụ, ọbụghị ma unu ga-enwe
mwute ma ewezuga ma ọbụghị
maka mmehie nile nke ụwa; ma
ihe nile a ka m ga-eme n'ihi ihe
ahụ nke unu chọworo n'aka
m, n'ihi na unu achọwo ka unu
wee [a]wetara m mkpụrụ-obi nke
ndị mmadụ, mgbe nile ụwa
na-eguzo.
10 Ma n'ihi nke a unu ga-enwe
[a]uju nke ọñụ; ma unu ga-anọdụ
n'ala-eze nke Nna; e, ọñụ unu
ga-eju eju, ọbụna dịka Nna nye-
woro m uju nke ọñụ; ma unu
ga-adị ọbụna otu m dị, ma adị m
ọbụna dịka Nna; ma Nna na mụ
bụ [b]otu;
11 Ma [a]Mụọ Nsọ na-agba ama
maka Nna na mụ; ma Nna na-
enye ụmụ nke mmadụ Mụọ Nsọ,
n'ihi m.
12 Ma o wee ruo na mgbe Jisus
kwuworo okwu ndị a, o jiri
mkpịsị-aka ya metụ onye ọbụla
n'ime ha ma ewezuga atọ ndị ahụ
ga-echere, ma mgbe ahụ ọ pụrụ.
13 Ma lee, e meghere elu-igwe
nile, ma e [a]welitere ha n'ime elu-
igwe, ma hụrụ ma nụrụ ihe ndị
a na-anaghị ekwu ekwu.
14 Ma e [a]gbochiri ha ikwupụta
ha; ọbụghị ma e nyere ha ike ka
ha kwupụta ihe nile nke ha hụrụ
ma nụ;
15 Ma, ma ha nọ na arụ ma-ọbụ
ha pụtara site na arụ, ha enwe-
ghị ike ịkọ; n'ihi na ọ dịịrị ha
ka [a]mnwoghar̄ị nke ha, na a
gbanwere ha site na arụ a nke
anụ arụ baa n'ime ọnọdụ anwụ-
ghị-anwụ, ka ha wee hụ ihe nile
nke Chineke:
16 Mana o wee ruo na ha kuzị-
kwara ozi-ọma ọzọ n'elu iru nke
ụwa; otu o sila dị ha akụzighị
ozi-ọma maka ihe ndị ha nụwo-
ro ma hụ kwa, n'ihi iwu-nsọ ahụ
nke e nyere ha n'elu-igwe.
17 Ma ugbua, ma ha nọ n'ịnwụ
anwụ ma-ọbụ n'anwụghị anwụ,
site n'ụbọchị nke mnwoghar̄ị
ha, amaghị m;
18 Mana otu a ka m matara,
dịka ihe-ndekọta nke e nyewo-
ro siri dị — ha gara n'iru n'elu
iru nke ala ahụ, ma kụziere ndị
ahụ ozi-ọma, na-ejikọta na nzu-
kọ-nsọ ahụ ka ha ra ga-ekwere
n'ikwusa-okwu ozi-ọma ha; na-
eme ha baptism, ma ka ha ra e
mere baptism natara Mụọ-Nsọ.
19 Ma a tụbara ha n'ụlọ-mkpọ-
rọ site na ndị na abụghị ndị nzu-
kọ-nsọ ahụ. Ma [a]ụlọ-mkpọrọ ahụ
enweghị kwa ike ijide ha, n'ihi
na ha gbawara abụọ.
20 Ma a tụdara ha n'ime ala
ahụ; mana ha jiri okwu Chineke
tie ala ahụ ihe-otiti, nke mere na
site [a]n'ike ya a napụtara ha site
n'omimi nile nke ala ahụ; ma ya

8*a* 3 Nif. 28:36–40. NGAN Ịnwụ Anwụ, Na-anwụ Anwụ.
*b* NGAN Anaghị Anwụ Anwụ, Anwughị Anwụ.
9*a* Ndị-Fil. 1:23–24; OznỌd. 7:5–6.
10*a* OznỌd. 84:36–38.
*b* Jọn 17:20–23.
11*a* 2 Nif. 31:17–21; 3 Nif. 11:32.
13*a* 2 Ndị-Kọ 12:2–4.
14*a* OznỌd. 76:114–116.
15*a* Moses 1:11. NGAN Mnwoghar̄ị.
19*a* Ọlndoz. 16:26; Alma 14:26–28.
20*a* Mọm 8:24.

mere ha enweghị ike igwu ọlụlụ
nile zuru ijide ha.
21 Ma ugboro atọ ka a tụbara
ha n'ime [a]oke ọkụ ma ha anata-
ghị mmeru arụ.
22 Ma ugboro abụọ a tụbara ha
n'ime [a]ọgba nke anụ-ọhịa nile;
ma lee ha na anụmanụ nile
gwuru-egwu dịka nwata ya na
nwa-atụrụ na-añụ ara, ma ha
anataghị mmeru-arụ.
23 Ma o wee ruo na otu a ha
gara n'iru n'etiti ndị nke Nifaị
ahụ nile, ma kwusaa [a]ozi-ọma
nke Kraịst nye ndị nile nọ n'elu
iru nke ala ahụ; ma agbanwere
ha nye Onye-nwe, ma e jikọtara
ha nye nzukọ-nsọ nke Kraịst
ahụ, ma otu a ndị nke [b]ọgbọ ahụ
a gọziri ha, dịka okwu nke Jisus
siri dị.
24 Ma ugbua mụ, Mọmọn, abịa
na ngwụcha nke ikwu okwu
gbasara ihe ndị a na nwa oge.
25 Lee, a chọrọ m ide [a]aha nile
nke ndị ahụ na-agaghị edetụ
onwu ire mgbe ọbụla, ma na
Onye-nwe gbochiri m; ya mere
e deghị m ha, n'ihi na e zonarịrị
ha ụwa.
26 Mana lee, ahụwo m ha, ma
ha akụziworo m ozi-ọma.
27 Ma lee ha ga-anọ n'etiti ndị
Jentaịlụ, ma ndị Jentaịlụ agaghị
amata ha.
28 Ha ga-anọ kwa n'etiti ndị
Juu, ma ndị Juu agaghị amata ha.
29 Ma ọ ga-eru, mgbe Onye-
nwe hụrụ na ọ dị mma na
amamihe ya na ha ga-akụziri
[a]agbụrụ nke Israel gbasasịrị
agbasasị ozi-ọma, ma nye mba
nile, ebo nile, asụsụ nile na ndị
mmadụ, ma ha ga-ewepụta site
na ha nye Jisus ọtụtụ mkpụrụ-
obi, nke ga-eme ka emezuo
ọchịchọ ha, na kwa n'ihi ike
nke Chineke na-eme ka mmadụ
kwenye nke dị n'ime ha.
30 Ma ha dịka [a]ndị mụọ-ozi
nke Chineke, ma ọbụrụ na ha
ga-ekpe ekpere nye Nna n'aha
nke Jisus ha nwere ike igosi
onwe ha onye ọbụla dị ha mma.
31 Ya mere, nnukwu na ọrụ ịtụ-
n'anya nile ka ha ga-arụ, tutu
[a]nnukwu na ụbọchị na-abịa abịa
ahụ mgbe ndị nile ga-eguzoro
n'ezie n'iru oche-ikpe nke Kraịst;
32 E ọbụna n'etiti ndị Jentaịlụ
ka a ga-enwe [a]nnukwu na ọrụ dị
ịtụ-n'anya ha rụrụ, tutu ụbọchị
ikpe ahụ.
33 Ma ọbụrụ na unu nwere
akwụkwọ-nsọ nile nke na-enye
nkọwasị maka ọrụ ịtụ-n'anya
nile nke Kraịst, unu ga, dịka
okwu nile nke Kraịst siri dị,
amata na ihe ndị a ga-abịarịrị.
34 Ma ahụhụ dịrị onye nke na
[a]agaghị aña ntị n'okwu nile nke
Jisus, na kwa nye [b]ndị nke ọ
họrọworo ma ziga n'etiti ha;
n'ihi na onye ọbụla na anataghị
okwu nile nke Jisus na okwu
nile nke ndị ahụ o zigaworo
anataghị ya; ma ya mere ọ gaghị
anata ha n'ụbọchị ikpeazụ;

21*a* Dan. 3:22–27;
4 Ne. 1:32.
22*a* Dan. 6:16–23;
4 Ne. 1:33.
23*a* NGAN Ozi-ọma.
*b* 3 Nif. 27:30–31.
25*a* 3 Nif. 19:4.
29*a* NGAN Israel—
Mkposasị nke Israel;
Israel—Agbụrụ iri
nke Israel furu-efu.
30*a* NGAN Mụọ-ozi nile.
31*a* Hil. 12:25;
3 Nif. 26:4–5.
32*a* 2 Nif. 25:17.
34*a* Ita 4:8–12.
*b* NGAN Onye-amụma.

35 Ma ọ gaara akara ha mma ma ọbụrụ na amụbeghị ha. N'ihi na unu chere na unu nwere ike izere ikpe-ziri-ezi nke Chineke e mejọrọ emejọ, onye a [a]zọgideworo n'ọkpuru ụkwụ nke ndị mmadụ, na site n'ebe ahụ nzọpụta nwere ike ịbịa?
36 Ma ugbua lee, dịka m kwuru gbasara ndị ahụ Onye-nwe họrọworo, e, ọbụna atọ ndị e welitere n'elu-igwe, ndị m naamataghị ma a sachara ha site n'ịnwụ anwụ ruo n'anwụghị anwụ—
37 Mana lee, site n'oge m dere, ajụtawo m Onye-nwe, ma o mewo ka ọ pụta ìhè nye m na a ga-enweririị mgbanwe e mere n'arụ ha nile, ma-ọbụ ọ dị mkpa na ha ga-ederịrị onwu ire;
38 Ya mere, ka ha wee ghara ide onwu ire e nwere [a]mgbanwe e mere n'arụ ha nile, ka ha ghara ịta ahụhụ mgbu ma-ọbụ mwute ma ewezuga maka mmehie nile nke ụwa.
39 Ugbua mgbanwe nke a na nke ga-ewere ọnọdụ n'ụbọchị ikpeazụ ahaghị n'otu; mana e nwere mgbanwe e mere ha, nke mere na Setan agaghị enwe ike n'arụ ha, ka o wee ghara [a]ịnwa ha; ma a [b]sachara ha n'anụ arụ, nke mere na ha dị [c]nsọ, ma na ike nile nke ụwa enweghị ike ijide ha.
40 Ma n'ọnọdụ nke a ha gaanọgide ruo n'ụbọchị ikpe nke Kraịst; ma n'ụbọchị ahụ ha gaanata mgbanwe nke ka ukwuu, na ka anabata ha n'ime ala-eze nke Nna ka ha ghara ịpụ kwa ọzọ, kama ibinyere Chineke ebighi-ebi n'elu-igwe nile.

## ISI 29

*Mpụta nke Akwụkwọ nke Mọmọn bụ ihe iriba-ama na Onye-nwe amalitewo ịkpọkọta Israel ma mejupụta ọgbụgba-ndụ ya nile—Ndị nke jụrụ mkpughe ụbọchị-ikpe-azụ ya nile na onyinye nile a ga-abụ ha ọnụ. Ihe dịka site na afọ 34 ruo 35 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua lee, asị m unu na mgbe Onye-nwe ga-ahụ n'okwesịrị, na amamihe ya, na ihe nkwupụta nile ndị a [a]ga-abịakwute ndị Jentaịlụ dịka okwu ya siri dị, mgbe ahụ unu gaamata na [b]ọgbụgba-ndụ ahụ nke Nna meworo ya na ụmụ nke Israel, gbasara mkpọghachị ha n'ala nile nke nketa ha, na amalitewọrịị inwe mmezu.
2 Ma unu ga-amata na okwu nile nke Onye-nwe, nke e kwuworo site na ndị-amụma ahụ nile dị nsọ, a ga-emezu ha nile; ma unu enweghị ike ikwu na Onye-nwe [a]na-egbu oge ya ịbịakwute ụmụ nke Israel.
3 Ma unu enweghị ike iche n'obi unu nile na okwu nile nke e kwuworo bụ n'efu, n'ihi na lee, Onye-nwe ga-echeta ọgbụgba-ndụ ya nke o meworo nye ndị ya nke ụlọ nke Israel.
4 Ma mgbe unu ga-ahụ ihe

35*a* Hil. 12:2.
38*a* NGAN Ndị nile e Nwogharịrị Enwogharị.
39*a* NGAN Nwaa, Ọnwụnwa.
*b* NGAN Ido-nsọ.
*c* NGAN Ịdị-nsọ.
**29** 1*a* 2 Nif. 30:3–8.
*b* Mọm 5:14, 20.
2*a* Luk 12:45–48.

nkwupụta nile ndị a na-apụta
n'etiti unu, mgbe ahụ unu
enwekwaghị ike ịjụ n'ụzọ-
ịkwa-emo ihe nile nke Onye-
nwe mere, n'ihi na [a]mma-agha
nke [b]ikpe-ziri-ezi ya dị n'aka
nri ya; ma lee, n'ụbọchị ahụ,
ọbụrụ na unu ga-ajụ n'uzo
ịkwa-emo ihe nile o mere ọ ga-
eme ka ọ gabiga unu ọsọ-ọsọ.
5 [a]Ahụhụ na-adịrị onye nke
[b]na-ajụ ihe nile nke Onye-nwe
na-eme n'ụzọ ịkwa-emo; e, ahụ-
hụ na-adịrị onye nke [c]na-agọna-
rị Kraịst ahụ na ọrụ ya nile.
6 E, [a]ahụhụ na-adịrị onye nke
ga-agọnarị mkpughe nile nke
Onye-nwe, na nke ga-asị Onye-
nwe anaghị kwa arụ ọrụ site na
mkpughe, ma-ọbụ site n'ibu-
amụma, ma-ọbụ site [b]n'onyi-
nye nile, ma-ọbụ site n'asụsụ
nile, ma-ọbụ site n'ọgwụgwọ-
ọrịa nile, ma-ọbụ site n'ike nke
Mụọ Nsọ!
7 E, ma ahụhụ na adịrị onye
nke ga-asị n'ụbọchị ahụ, inwe-
ta [a]uru, na enweghị ike inwe
[b]ọrụ-ebube Jisus Kraịst mere;
n'ihi na onye nke na-eme nke a
ga-adị ka [c]nwa-nwoke nke mbi-
bi, onye nke a na enweghị ebe-
re nye, dịka okwu nke Kraịst
siri dị!
8 E, ma unu ekwesịkwaghị
[a]ịma-ọsụ ọzọ, ma-ọbụ [b]ịjụ n'ụzo
ịkwa-emo, ma-ọbụ jiri [c]ndị Juu
gwuo egwu, ma-ọbụ ndị ọbụla
nke fọdụrụ nke ụlọ nke Israel;
n'ihi na lee, Onye-nwe na eche-
ta ọgbụgba-ndụ o mere nye ha,
ma ọ ga-emere ha dịka ihe ahụ
nke ọ ñụworo n'iyi.
9 Ya mere unu ekwesịghị iche
na unu nwere ike ịtụgharị aka-
nri nke Onye-nwe n'aka-ekpe,
ka o wee ghara ime ihe e kpebi-
ri n'ikpe ruo na mmejupụta
nke ọgbụgba-ndụ ahụ nke o
meworo nye ụlọ nke Israel.

## ISI 30

*Ndị Jentaịlụ ụbọchị-ikpe-azụ e nyere ha iwu ka ha chegharịa, bịakwute Kraịst, ma ka a gụnye ha n'ụlọ nke Israel. Ihe dịka site na afọ 34 ruo 35 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ñaa-ntị, O unu ndị Jentaịlụ, ma
nụrụ okwu nile nke Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke dị ndụ, nke
o [a]nyeworo m iwu ka m wee
kwuo gbasara unu, n'ihi na, lee
o nyere m iwu ka m wee dee,
na-asị:
2 Tụgharịa, unu [a]ndị Jentaịlụ
nile, site n'uzo ajọọ-omume unu
nile; ma [b]chegharịa site n'ime
ajọọ-ihe unu nile, n'ikwu-okwu
ụgha nile na nghọgbu nile, na
site n'ịgba akwụnakwụna nile
unu, na site na ihe arụ nzuzo
unu nile, na ife-arụsị unu nile,
na igbu-mmadụ unu nile, na
nchụ-aja aghụghọ unu nile, na

4*a* 3 Nif. 20:20.
*b* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
5*a* 2 Nif. 28:15–16.
*b* Mọm 8:17; Ita 4:8–10.
*c* Mat. 10:32–33.
6*a* Mọm 9:7–11, 15.
*b* NGAN Onyinye nile nke Mụọ.
7*a* NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
*b* 2 Nif. 28:4–6; Mọm 9:15–26.
*c* NGAN Ụmụ Ndịkom nke Ịla-n'iyi.
8*a* 1 Nif. 19:14.
*b* 2 Nif. 29:4–5.
*c* NGAN Ndị Juu.
**30** 1*a* 3 Nif. 5:12–13.
2*a* NGAN Ndị Jentaịlụ.
*b* NGAN Chegharia, Nchegharị.

ntaji-anya unu nile, na esem-
okwu unu nile, na site n'ajọọ-
omume na ihe arụ nile, ma
bịakwute m, ma ka e mee unu
baptism n'aha m, ka unu wee
nweta nsachapụ nke mmehie
unu nile, ma ka e mejupụta unu
na Mụọ Nsọ, ka e wee [c]gụnye
unu n'ọnụ-ọgụgụ nke ndị m
ndị bụ nke ụlọ nke Israel.

# Nifaị nke Anọ
# Akwụkwọ nke Nifaị

ONYE BỤ NWA NWOKE NKE NIFAỊ—OTU N'IME NDỊ NA-ESO-ỤZỌ NKE JISUS KRAỊST

Nkọwasị nke ndị Nifaị, dịka akụkọ-ndekọta ya siri dị.

*Ndị Nifaị na ndị Leman a gbanwe-re ha nile nye Onye-nwe—Ha na-enwekọta ihe nile ọnụ, na-arụ ọrụ-ebube nile, ma na-eme nke ọma n'ala ahụ—Mgbe narị afọ abụọ gafeworo, nkewa nile, ihe ọjọọ nile, nzukọ-ụgha nile, na nsogbu nile malitere—Mgbe narị afọ atọ gafe-woro, ma ndị Nifaị ma ndị Leman bụ ndị ajọọ-mmadụ—Amarọn wee zoo akụkọ-ndekọta nsọ ndị ahụ. Ihe dịka afọ 35 ruo 321 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

1 Ma o wee ruo na afọ nke iri
atọ na anọ gafere, na kwa
nke iri atọ na ise, ma lee ndị
na-eso-ụzọ nke Jisus hiwere
nzukọ-nsọ nke Kraịst n'ala ahụ
nile gbaa gburu-gburu. Ma ka
ha ra bụ ndị bịakwutere ha,
ma chegharịa n'ezi-okwu site
na mmehie ha nile, e mere ha
baptism n'aha nke Jisus; ma ha
natakwara Mụọ Nsọ.
2 Ma o wee ruo n'afọ nke iri
atọ na isii, ma ndị ahụ nile a
gbanweere ha nye Onye-nwe,
n'elu iru nile nke ala ahụ, ma
ndị Nifaị ma ndị Leman, ma e
nweghị ndọrọ-ndọrọ ọbụla na
ịrụ-ụka nile n'etiti ha, ma onye
ọbụla na-emeso otu ziri-ezi otu
onye na ibe ya.
3 Ma ha nwekọtara [a]ihe nile
ọnụ n'etiti ha; ya mere e nweghị
ndị ọgaranya na ndị ogbenye,
ndị ohu na ndị nwere-onwe-ha,
kama e mere ka ha nile nwere
onwe ha, na ndị nketa-oke nke
onyinye nke elu-igwe.
4 Ma o wee ruo na afọ nke iri
atọ na asaa gafekwara, ma a ga-
kwara n'iru inwe udo n'ala ahụ.
5 Ma e nwere nnukwu na ọrụ
ịtụ-n'anya nile ndị na-eso-ụzọ
nke Jisus rụrụ, nke mere na ha
[a]gwọrọ ndị ọrịa, ma kpọlite ndị
nwụrụ-anwụ, ma mee ka ndị
ngwọro gaa ije, na ndị isi ịnata

2*c* Ndị-Gal. 3:27–29; 2 Nif. 10:18–19; 3 Nif. 16:10–13; 21:22–25; Abr. 2:10.
[4 NIFAỊ]
**1** 3*a* Ọlndoz. 4:32; 3 Nif. 26:19. NGAN Doo Nsọ, Iwu nke Nnyefechasi.
5*a* NGAN Gwọọ, Ọgwụgwọ nile.

ịhụ-ụzọ ha, na ndị ntị chịrị ịnụ
ihe; na ụdị [b]ọrụ-ebube nile dị
iche iche ka ha rụrụ n'etiti ụmụ
nke mmadụ; ma ọdịghị ihe ọbụ-
la n'ime nke ha rụrụ ọrụ-ebube
nile ma ọbụghị n'aha nke Jisus.
6 Ma otu a ka afọ nke iri-atọ na
asatọ siri gafee, na kwa nke iri
atọ na iteghete, na iri anọ na otu,
na nke iri anọ na abụọ, e, ọbụna
ruo mgbe iri afọ anọ na iteghete
gafeworo, na kwa nke iri ise na
otu, na nke iri ise na abụọ; e, ma
ọbụna ruo mgbe afọ iri ise na
iteghete gafeworo.
7 Ma Onye-nwe mere ka ha
mee nke ọma karịa n'ala ahụ;
e, nke mere na ha wugharịrị
obodo-ukwu ọzọ n'ebe e nwe-
woro obodo-ukwu ndị nke a
gbara ọkụ.
8 E, ọbụna nnukwu [a]obodo-
ukwu Zarahemla ahụ ka ha
mere ka e wugharịa ọzọ.
9 Mana e nwere ọtụtụ obodo-
ukwu ndị nke e [a]mikpuworo,
ma mmiri pụtara n'ọnọdụ ha;
ya mere obodo-ukwu ndị a e
nweghị ike iwugharị ha.
10 Ma ugbua, lee, o wee ruo
na ndị nke Nifaị gbasịrị ike, ma
mụbaa ọsọ-ọsọ karịa, ma ghọọ
[a]ndị mara mma na ndị dị mma
ile anya karịa.
11 Ma ha lụrụ nwunye, ma
e nyepụkwara ha na ọlụlụ di,
ma a gọziri ha dịka ikwe nkwa
nile nke Onye-nwe kweworo
ha siri dị.
12 Ma ha agaghị kwa ije n'ụdị
[a]omume nile na emume-nso
nile nke [b]iwu nke Moses; mana
ha gara ije n'ụdị iwu-nsọ nile
nke ha nataworo site n'aka
Onye-nwe Chineke ha, na-aga
n'iru [c]n'obubu-ọnụ na ekpere,
na n'izukọ ugboro-ugboro ma
n'ikpe ekpere ma n'ịnụ okwu
nke Onye-nwe.
13 Ma o wee ruo na e nweghị
ndọrọ-ndọrọ n'etiti ndị ahụ
nile, n'ala ahụ nile; mana e
nwere nnukwu ọrụ-ebube ndị
e mere n'etiti ndị na-eso-ụzọ
Jisus.
14 Ma o wee ruo na afọ nke
iri asaa na otu gafere, na kwa
afọ nke iri asaa na abụọ, e,
ma na nke-nke, ruo na afọ nke
iri asaa na iteghete gafere; e,
ọbụna otu narị afọ agafewo,
ma ndị na-eso-ụzọ Jisus, ndị
nke ọ họrọworo, agachawo na
[a]paradaịs nke Chineke, ma
ọbụghị [b]atọ ndị nke ga-echere;
ma e nwere [c]ndị na-eso-ụzọ
ọzọ e [d]chịrị echichi n'ọnọdụ
ha; na kwa ọtụtụ ndị nke ọgbọ
ahụ agafeworịị.
15 Ma o wee ruo na e [a]nweghị
ndọrọ-ndọrọ n'ala ahụ, n'ihi
ịhụ-n'anya nke Chineke nke bi
n'ime obi nile nke ndị ahụ.
16 Ma e [a]nweghị ntaji-anya,
ma-ọbụ esemokwu, ma-ọbụ
nnukwu ọgba-aghara, ma-ọbụ
ịgba akwụna ma-ọbụ okwu-
ụgha, ma-ọbụ igbu-mmadụ,

5*b* Jọn 14:12.
NGAN Ọrụ Ebube.
8*a* 3 Nif. 8:8.
9*a* 3 Nif. 9:4, 7.
10*a* Mọm 9:6.
12*a* 2 Nif. 25:30;
3 Nif. 15:2–8.
*b* NGAN Iwu nke Moses.
*c* Moro. 6:5;
OznỌd. 88:76–77.
14*a* NGAN Paradaịs.
*b* 3 Nif. 28:3–9.
NGAN Ndị nile e
Nwogharịrị
Enwogharị.
*c* NGAN Onye Na-
eso Ụzọ.
*d* NGAN Chie Echichi,
Echichi.
15*a* NGAN Udo.
16*a* NGAN Ịdị n'Otu.

ma-ọbụ ụdị ọchịchọ nke [b]anụ-
arụ ọbụla; ma n'ezie e nweghị
ike inweta ndị nwere [c]añụrị
karịa ndị ahụ n'etiti ndị nile e
keworo site n'aka nke Chineke.
17 E nweghị ndị-ori, ma-ọbụ
ndị ogbu-mmadụ, ọbụghị ma e
nwere ndị Leman, ma-ọbụ ụdị
ndị-ọbụla; mana ha dị [a]n'otu,
ụmụ nke Kraịst, na ndị-nketa
nke ala-eze nke Chineke.
18 Ma lee ka ịdị-ngọzi ha dị!
N'ihi na Onye-nwe gọziri ha
n'ihe nile ha na-eme; e, ọbụna
a gọziri ha ma mee ka ha mee
nke-ọma ruo mgbe otu narị afọ
na iri gafeworo; ma ọgbọ nke
mbụ site na Kraịst agafeworịị,
ma e nweghị ndọrọ-ndọrọ n'ala
ahụ nile.
19 Ma o wee ruo na Nifaị,
onye nke debere akụkọ-ndekọ-
ta nke ikpe-azụ a, (ma o debere
ya n'elu [a]epekele nile nke Nifaị)
nwụrụ, ma nwa ya nwoke Emọs
debere ya n'ọnọdụ ya; ma o de-
bekwara ya n'elu epekele nile
nke Nifaị.
20 Ma o debere ya afọ iri asatọ
na anọ, ma a ka nwekwara
udo n'ala ahụ, ma ọbụghị nta-
kịrị akụkụ nke ndị ahụ ndị
nupụworo isi site na nzukọ-nsọ
ahụ ma wekwasị onwe ha aha
nke ndị Leman; ya mere a mali-
tekwara inwe ndị Leman ọzọ
n'ala ahụ.
21 Ma o wee ruo na Emọs
nwụkwara, (ma ọ bụụrụ otu
nari afọ na iri iteghete na anọ
site na ọbịbịa nke Kraịst) ma
nwa ya nwoke Emọs debere
akụkọ-ndekọta ahụ n'ọnọdụ ya;
ma o debekwara ya n'elu epeke-
le nke Nifaị; ma e dekwara ya
n'akwụkwọ nke Nifaị, nke bụ
akwụkwọ nke a.
22 Ma o wee ruo na narị afọ
abụọ agafewo; ma ọgbọ nke
abụọ nile agafesịwọrịị ma ọbụ-
ghị ole na ole.
23 Ma ugbua mụ, Mọmọn, ọ dị
m ka unu mata na ndị ahụ amụ-
bawo, nke mere na ha gbasara
n'elu iru nke ala ahụ nile, ma na
ha abawo ọgaranya karịa, n'ihi
ime nke-ọma ha n'ime Kraịst.
24 Ma ugbua, n'ime narị afọ
abụọ na otụ, a malitere inwe
n'etiti ha ndị buliri onwe ha elu
na [a]mpako, dịka iyi uwe oke-
ọnụ ahịa, na ụdị ọla-pel nile
mara mma, na nke ihe ọma nile
nke ụwa.
25 Ma site n'oge ahụ gaa n'iru
ha anaghịkwa enwekọta ihe
ha na ihe mnweta ha [a]ọnụ ọzọ
n'etiti ha.
26 Ma ha malitere ikewasị n'ọ-
kwa n'ọkwa; ma ha malitere
ihiwe [a]nzukọ-nsọ nile nye onwe
ha inweta [b]uru, ma malite ịgọ-
narị ezigbo nzukọ-nsọ nke
Kraịst ahụ.
27 Ma o wee ruo na mgbe narị
afọ abụọ na iri gafeworo, e nwe-
re ọtụtụ nzukọ-nsọ n'ala ahụ; e,
e nwere ọtụtụ nzukọ-nsọ ndị
kwupụtara na ha matara Kraịst
ahụ, ma na ha [a]gọnarịrị akụkụ

16*b* NGAN Ọchịchọ nke Anụ Arụ.
*c* Mosa. 2:41; Alma 50:23. NGAN Ọ́hụ̀.
17*a* Jọn 17:21. NGAN Zaịọn.
19*a* NGAN Ekpele nile.
24*a* NGAN Mpako.
25*a* 4 Ne. 1:3.
26*a* 1 Nif. 22:23; 2 Nif. 28:3; Mọm 8:32–38.
*b* OznỌd. 10:56. NGAN Ndị Nchụ-aja Aghụghọ.
27*a* NGAN Ngọnarị Okwukwe.

nke karịrị n'ozi-ọma ya, nke
mere na ha nabatara ụdị ajọọ-
omume nile dị iche iche, ma na-
enye ndị ahụ ajụrụ ka a [b]ghara
inye n'ihi etozughị-oke ihe ahụ
nke dị nsọ.
28 Ma [a]nzukọ-nsọ a mụbara
karịa n'ihi ajọọ-omume, na n'ihi
ike nke Ekwensu onye jidekwa-
ra obi ha nile.
29 Ma ọzọ, e nwere nzukọ-nsọ
ọzọ nke gọnarịrị Kraịst ahụ; ma
ha [a]sogburu ezigbo nzukọ-nsọ
nke Kraịst, n'ihi obi umeala ha
na okwukwe ha na Kraịst; ma
ha kpọrọ ha nnukwu asị n'ihi
ọtụtụ ọrụ-ebube nke e mere
n'etiti ha.
30 Ya mere ha gosịrị ike na
ikike n'ebe ndị na-eso-ụzọ nke
Jisus nọ ndị ha na ha nọ, ma ha
tụbara ha [a]n'ụlọ-mkpọrọ; ma
na site n'ike nke ọkwụ nke
Chineke, nke dị n'ime ha, e tiwa-
ra ụlọ-mkpọrọ ahụ abụọ, ma ha
gara n'iru na-arụ nnukwu ọrụ-
ebube n'etiti ha.
31 Otu o sịla dị, ma na-agba-
nyeghị orụ-ebube nile ndị a,
ndị ahụ mesịrị obi ha ike; ma
chọọ igbu ha, ọbụna dịka ndị
Juu nọ na Jerusalem siri chọọ
igbu Jisus, dịka okwu ya siri dị.
32 Ma ha tụbara ha n'ime [a]oke
[b]ọkụ nile, ma ha pụtara na-ana-
taghị mmeru-arụ ọbụla.
33 Ma ha tụbakwara ha n'ime
[a]ọgba nile nke anụ-ọhịa nile, ma
ha na anụ-ọhịa ndị ahụ gwuriri
egwu ọbụna dịka nwatakirị na
nwa-atụrụ; ma ha pụtara site
n'etiti ha, na-anataghị mmeru-
arụ ọbụla.
34 Otu o sịla dị, ndị ahụ mesirị
obi ha ike, n'ihi na ọtụtụ ndị
nchụ-aja na ndị-amụma-ụgha
na-edu ha iwulite ọtụtụ nzukọ-
nsọ, na ime ụdị ajọọ-omume nile
dị iche iche. Ma ha [a]tiri ndị nke
Jisus ihe; mana ndị nke Jisus eti-
gwaraghị. Ma ha lara azụ n'ihi
ekweghị ekwe na ajọọ-omume,
site n'afọ ruo n'afọ, ọbụna ruo
mgbe narị afọ abụọ na iri atọ
gafeworo.
35 Ma ugbua, o wee ruo n'afọ
nke a, e, n'afọ nke narị abụọ na
iri atọ n'otu, e nwere nnukwu
nkewa n'etiti ndị ahụ.
36 Ma o wee ruo na n'afọ nke
a, e nwere ndị bilitere a kpọrọ
ndị Nifaị, ma ha bụụrụ ezigbo
ndị kwere-ekwe na Kraịst, ma
n'etiti ha e nwere ndị a na-akpọ
ndị Leman—ndị Jekọb, na ndị
Josef, na ndị Zorọm;
37 Ya mere ezigbo ndị kwere
ekwe na Kraịst, ma ezigbo ndị
na-ekpere Kraịst, (n'etiti ndị nọ
ya bụ [a]ndị na-eso-ụzọ Jisus atọ
ahụ ndị ga-echere) a kpọrọ ha
ndị Nifaị, na ndị Jekọb, na ndị
Josef, na ndị Zorọm.
38 Ma o wee ruo na ha ndị
jụrụ ozi-ọma ahụ a kpọrọ ha
ndị Leman, ma ndị Lemuel, na
ndị Ịshmel; ma ha alaghị azụ
n'ihi ekweghị ekwe, mana ha
kpachaara anya [a]nupu-isi me-
gide ozi-ọma nke Kraịst ahụ;

27*b* 3 Nif. 18:28–29.
28*a* NGAN Ekwensu—Nzukọ nke ekwensu.
29*a* NGAN Inye Nsogbu, Mkpagbu.
30*a* 3 Nif. 28:19–20.
32*a* 3 Nif. 28:21.
*b* Dan. 3:26–27.
33*a* 3 Nif. 28:22.
34*a* 3 Nif. 12:39; OznỌd. 98:23–27.
37*a* 3 Nif. 28:6–7; Mọm 8:10–11.
38*a* NGAN Nnupụ-isi.

ma ha kụziiri ụmụ ha ka ha ghara ikwere, ọbụna dịka ndị nna ha, site na mmalite, lara azụ.
39 Ma ọ bụụrụ n'ihi ajọọ-omume na ihe arụ nke ndị nna ha, ọbụna dịka ọ dị na mmalite. Ma a [a]kụziri ha ịkpọ ụmụ nke Chineke asị, ọbụna dịka e siri kụziere ndị Leman ịkpọ ụmụ nke Nifaị asị site na mmalite.
40 Ma o wee ruo na narị afọ abụọ na iri anọ na anọ agafewo, ma otu a ka ihe omume nile nke ndị ahụ siri di. Ma akụkụ nke ndị karịrị n'ajọọ-omume gbasiri ike, ma karịzie n'ọnụ-ọgụgụ karịa ndị nke Chineke.
41 Ma ha ka gakwara n'iru iwulite nzukọ nile nye onwe ha, ma jiri ụdị ihe okẹ-ọnụ ahịa nile dị iche iche chọọ ha mma. Ma otu a ka narị afọ abụọ na iri ise siri gafee, na kwa narị afọ abụọ na iri isii.
42 Ma o wee ruo na akụkụ nke ndị ajọọ-omume ahụ malitekwara ọzọ iwulite iñụ-iyi nzuzo na [a]ntụgwa nile nke Gadiantọn.
43 Ma kwa ndị ahụ a kpọrọ ndị nke Nifaị malitere inwe mpakọ n'obi ha nile, n'ihi ịba ọgaranya ha karịrị akarị, ma bụrụzie ndị ihe efu dịka ụmụnne ha, ndị Leman.
44 Ma site n'oge a ndị na-esoụzọ ahụ malitere inwe mwute maka [a]mmehie nile nke ụwa.
45 Ma o wee ruo na mgbe narị afọ atọ gafeworo, ma ndị nke Nifaị ma ndị nke Leman abụrụwo ndị ajọọ-omume karịa otu dịka ibe ya.
46 Ma o wee ruo na ndị-ori nile nke Gadiantọn gbasasịrị n'elu iru nile nke ala ahụ; ma onweghị ndị bụ ndị ezi-omume ma ọbụghị ndị na-eso-ụzọ nke Jisus. Ma ọla-edo na ọla ọcha ka ha debere ebe ọ dị ukwuu, ma zụọ ahịa n'ụdị ịzụ-ahịa nile dị iche iche.
47 Ma o wee ruo na mgbe narị afọ atọ na iri ise gafeworo, (ma ndị ahụ nọgidekwara n'ajọọomume) Emọs nwụrụ; ma nwanne ya nwoke, Amarọn, debere akụkọ-ndekọta ahụ n'ọnọdụ ya.
48 Ma o wee ruo na mgbe narị afọ atọ na iri abụọ gafeworo, Amarọn, ebe Mụọ Nsọ kwaliterere ya, zolitere [a]akụkọ-ndekọta nile ahụ ndị dị nsọ — e, ọbụna akụkọ-ndekọta nsọ nile nke enyedataworo site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ, nke dị nsọ — ọbụna wee ruo afọ nke narị atọ na iri abụọ site n'ọbịbịa nke Kraịst.
49 Ma o zolitere ha nye Onyenwe, ka ha wee [a]bịakwute kwa ndị fọdụrụ nke ụlọ nke Israel ọzọ, dịka amụma nile na nkwa nile nke Onye-nwe siri dị. Ma otu a ka ngwụcha nke akụkọndekọta nke Amarọn siri dị.

39*a* Mosa. 10:17.
42*a* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
44*a* 3 Nif. 28:9.
48*a* Hil. 3:13, 15–16.
49*a* Inọs 1:13.

# Akwụkwọ nke Mọmọn

## ISI 1

*Amarọn wee kụziere Mọmọn gbasara akụkọ-ndekọta nsọ ndị ahụ — agha wee malite n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman — Ndị Nifaị Atọ ahụ a kpọpụrụ ha — Ajọọ-omume, ekweghị-ekwe, mgba-asị, na amụsu wee were ọnọdụ. Ihe dịka afọ 321 ruo 326 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua mụ, [a]Mọmọn na-
eme [b]akụkọ-ndekọta nke
ihe ndị nke m hụworo ma nụ,
ma kpọọ ya Akwụkwọ nke
Mọmọn.
2 Ma ihe dịka n'oge ahụ nke
[a]Amarọn zolitere akụkọ-ndekọta nile ahụ nye Onye-nwe, ọ bịakwutere m, (mụ ebe m gbara ihe dịka afọ iri, ma a malitere m inwe [b]mmụta n'ihe ụfọdụ n'ịgbaso ụdị ọmụmụ nke ndị m) ma Amarọn sịrị m: Ahụrụ m na ị bụ nwa anya-udo, ma naachọpụta ihe ọsọ-ọsọ.
3 Ya mere, mgbe ị gbara ihe dịka iri afọ abụọ na anọ ọ gaadị m mma ka ị cheta ihe nile nke ị chọpụtaworo gbasara ndị a; ma mgbe ị gbara afo ole ahụ gaa n'ala Antum, garuo otu ugwu-nta nke a ga-akpọ [a]Shịm; ma n'ebe ahụ ka m debeere nye Onye-nwe nkanye nsọ nile gbasara ndị a.
4 Ma lee, ị ga-ewere [a]epekele nile nke Nifaị n'onwe gị; ma nke fọdụrụ ka ị ga-ahapụ n'ebe ahụ ha dị; ma ị ga-akanye n'elu epekele nke Nifaị ihe nile nke ị chọpụtaworo gbasara ndị a.
5 Ma mụ, Mọmọn, ebe m bụ agbụrụ nke [a]Nifaị, (ma aha nna m bụụrụ Mọmọn) echetara m ihe ndị nke Amarọn nyere m n'iwu.
6 Ma o wee ruo na mụ, ebe m dị afọ iri na otu, nna m kpọrọ m baa n'ala dị na ndịda-ndịda, ọbụna ruo n'ala nke Zarahemla.
7 Iru nke ala ahụ nile e jiriwo ụlọ-ụlọ kpuchie ya, ma ndị ahụ dị imerime ọfọdụrụ ntakịrị, ka ha dị ka aja nke oke osimiri ahụ.
8 Ma o wee ruo n'afọ nke a, a malitere inwe agha n'etiti ndị Nifaị, ndị nke ihe mejupụtara ha bụ ndị Nifaị na ndị Jekọb na ndị Josef na ndị Zorọm; ma agha nke a dịịrị n'etiti ndị Nifaị, na ndị Leman na ndị Lemuel na ndị Ịshmel.
9 Ugbua ndị Leman na ndị Lemuel na ndị Ịshmel a kpọrọ ha ndị Leman, ma otu abụọ ahụ bụụrụ ndị Nifaị na ndị Leman.
10 Ma o wee ruo na agha malitere ịdị n'etiti ha n'oke-ala nile nke Zarahemla, n'akụkụ mmiri nile nke Saịdọn.
11 Ma o wee ruo na ndị Nifaị akpọkọtawo nnukwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị mmadụ ọnụ, ọbụna ịkarị ọnụ-ọgụgụ nke iri puku atọ. Ma o wee ruo na ha nwere n'ime otu afọ nke a ọtụtụ agha,

[MỌMỌN]
**1** 1*a* NGAN Mọmọn, Onye-amụma Nifaị.
*b* 3 Nif. 5:11–18.
2*a* 4 Ne. 1:47–49.
*b* Mosa. 1:3–5.
3*a* Ita 9:3.
4*a* OkwMọm. 1:1, 11.
NGAN Ekpele nile.
5*a* 3 Nif. 5:12, 20.

n'ime nke ndị Nifaị meriri ndị
Leman ma gbuo ọtụtụ ha.
12 Ma o wee ruo na ndị Leman
weghachịrị atụmatụ ha azụ,
ma e nwere udo e kwekọrịtara
n'ala ahụ; ma udo dịịrị n'oghe-
re nke ihe dịka afọ anọ, nke
mere na-enweghị ịkwafu ọbara.
13 Mana ajọọ-omume weere
ọnọdụ n'elu iru nke ala ahụ
nile, nke mere na Onye-nwe
kpọpụrụ [a]ndị na-eso-ụzọ ya ọ
hụrụ n'anya, ma ọrụ nke ọrụ-
ebube nile na nke ọgwụgwọ-
ọrịa kwụsịrị n'ihi ajọọ-omume
nke ndị ahụ.
14 Ma enweghị [a]onyinye ndị
sitere n'aka Onye-nwe, ma
[b]Mụọ Nsọ abịakwasịghị onye
ọbụla n'ihi ajọọ-omume ha na
[c]ekweghị-ekwe ha.
15 Ma mụ, ebe m gbara afọ iri
na ise na ebe m nwetụrụ anya-
udo, ya mere Onye-nwe letara
m, ma e detụrụ m ọnụ ma mata
maka ịdị mma nke Jisus.
16 Ma a gbara m mbọ ikwusa-
ra ndị a ozi-ọma, mana e kpu-
chịrị ọnụ m, ma a jụrụ na m
ga-ekwusara ha ozi-ọma; n'ihi
na lee ha kpachaara-anya [a]nu-
pu-isi megide Chineke ha; ma
ndị na-eso-ụzọ ahụ a hụrụ n'a-
nya a [b]kpọpụrụ ha site n'ala
ahụ, n'ihi ajọọ-omume ha.
17 Ma a nọgidere m n'etiti ha,
mana e gbochiri na m ga-ekwu-
sara ha ozi-ọma, n'ihi obi ike ha
nile; ma n'ihi obi ike ha nile a
[a]bụrụ ala ahụ ọnụ n'ihi ha.
18 Ma ndị-ori Gadiantọn a,
ndị nọ n'etiti ndị Leman, jupụ-
tara ala ahụ, nke mere na ndị
nile bi n'ime ya malitere izolite
[a]akụ ha nile n'ime ala; ma ha
malitere ịmị amị, n'ihi na
Onye-nwe abụwo ala ahụ ọnụ,
nke mere na ha enweghị kwa
ike ijide ha, ma-ọbụ dota kwa
ha ọzọ.
19 Ma o wee ruo na e nwere
mgba-asị nile, na amụsu nile, na
mmeghari-anya nke ike ekwen-
su nile; na ike nke ajọọ-onye ahụ
ka e webatara n'elu ala ahụ nile,
ọbụna ruo na mmejupụta nke
okwu nile nke Abịnadaị, na
kwa Samuel onye nke Leman.

## ISI 2

*Mọmọn wee duo ndị-agha nke Nifaị—Ọbara na igbu-ọtụtụ-mmadụ wee zachaa ala ahụ—Ndị nke Nifaị wee kwaa akwa ma ruo uju jiri mwute nke ndị a mara ikpe—Ụbọchị amara ha agafewo—Mọmọn wee nweta epekele nile nke Nifaị—Agha nile wee gaa n'iru. Ihe dịka afọ 327 ruo 350 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA o wee ruo n'ime otu afọ ahụ a malitere inwe kwa agha ọzọ n'etiti ndị Nifaị na ndị Leman. Ma na-agbanyeghị na m bụ nwata, a dị m ukwuu n'ogologo; ya mere ndị nke Nifaị họpụtara m ka m bụrụ onye-ndu ha, ma-ọbụ onye-ndu nke ndị-agha ha.
2 Ya mere o wee ruo na n'afọ
nke iri na isii agara m n'iru i nọ

13*a* 3 Nif. 28:2, 12.
14*a* Moro. 10:8–18, 24.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* NGAN Ekweghị-ekwe.
16*a* NGAN Nnupụ-isi.
*b* Mọm 8:10.
17*a* 2 Nif. 1:7; Alma 45:10–14, 16.
18*a* Hil. 13:18–20; Ita 14:1–2.

n'isi nke otu ndị-agha nke ndị
Nifaị, imegide ndị Leman; ya
mere narị afọ atọ na iri abụọ na
isii agafewọrịị.
3 Ma o wee ruo na n'afọ nke
narị atọ na iri abụọ na asaa ndị
Leman jiri nnukwu ike karịrị
akarị bịakwasị anyị, nke mere
na ha yiri ndị-agha m egwu; ya
mere ha achọghị ịlụ ọgụ, ma ha
malitere ịlaghachi-azụ chee iru
na mba ndị dị n'elu-elu.
4 Ma o wee ruo na anyị bịara
n'obodo-ukwu nke Angola, ma
anyị weere onwunwe nke obo-
do-ukwu ahụ, ma mee nkwa-
dobe nile ichekwa onwe-anyị
megide ndị Leman. Ma o wee
ruo na anyị jiri ike anyị wusie
obodo-ukwu ahụ ike; mana
na-agbanyeghị mwusike anyị
nile ndị Leman ahụ bịakwasịrị
anyị ma chụpụ anyị site n'obo-
do-ukwu ahụ.
5 Ma ha chụpụkwara anyị site
n'ala nke Devid ahụ.
6 Ma anyị zọghachiri ije ma
bịa n'ala nke Joshua, nke dịịrị
n'oke-ala nile ọdịda-anyanwụ
n'akụkụ ikpere-mmiri ahụ.
7 Ma o wee ruo na anyị kpọba-
kọtara ndị nke anyị ọsọ-ọsọ
dịka o kwere omume, ka anyị
wee kpọkọta ha ọnụ n'otu ìgwè.
8 Mana lee, ala ahụ jupụtara
na ndị-ori na ndị Leman; ma
na-agbanyeghị nnukwu mbibi
ahụ nke koro n'ofe isi ndị m, ha
echegharịghị site n'ajọọ-omu-
me ha nile; ya mere e nwere
ọbara na nnukwu igbu-mmadụ
a gbasara gazuo iru nke ala
ahụ nile, ma n'akụkụ nke ndị
Nifaị ma kwa n'akụkụ nke ndị
Leman; ma ọ bụụrụ otu ọgba
aghara gazuo akụkụ iru nile
nke ala ahụ.
9 Ma ugbua, ndị Leman nwere
eze, ma aha ya bụụrụ Erọn; ma
ọ kpọọrọ ndị-agha nke puku iri
anọ na anọ bịa imegide anyị. Ma
lee, ma akpọọrọ m puku iri anọ
na abụọ guzogide ya. Ma o wee
ruo na emeriri m ya mụ na ndị-
agha m nke mere na ọ gbapụrụ
site n'iru m. Ma lee, ihe nile a e
mere ya, ma narị afọ atọ na iri
atọ agafewo.
10 Ma o wee ruo na ndị Nifaị
malitere icheghari site n'ajọọ-
omume ha, ma malite iti mkpu
ọbụna dịka Samuel onye-amụ-
ma sịworo buo ya n'amụma;
n'ihi na lee ọdịghị onye nwere
ike idebe ihe ahụ bụ nke ya,
maka ndị-ori, na ndị mpụnarị
ihe, na ndị ogbu-mmadụ, na nka
mmegharị-anya, na amusu ahụ
nke dị n'ala ahụ.
11 Otu a a malitere inwe iru
uju na ịkwa akwa-arịrị n'ala ahụ
nile n'ihi ihe nile ndị a, ma nke
ka nke n'etiti ndị nke Nifaị.
12 Ma o wee ruo na mgbe mụ,
Mọmọn, hụrụ ịkwa akwa-arịrị
ha na iru uju ha na mwute ha
n'iru Onye-nwe, mkpụrụ-obi m
malitere iñụrị-ọñụ n'ime m, ebe
m matara obi ebere nile na ogo-
logo-ntachi-obi nile nke Onye-
nwe, ya mere a na-eche na ọ
ga-emere ha ebere ka ha wee
bụrụ kwa ndị ezi-omume ọzọ.
13 Mana lee añụrị m nke a
bụ n'efu, n'ihi na [a]mwute ha
abụghị ruo na nchegharị, n'ihi

**2** 13*a* 2 Ndị-Kọ 7:10; Alma 42:29.

ịdị-mma nke Chineke; kama ọ
bụụrụ inwe mwute nke [b]ndị a
mara ikpe, n'ihi na Onye-nwe
anaghị ekwe ha oge nile inweta
[c]añụrị n'ime mmehie.
14 Ma ha ejighi [a]obi etiwara
etiwa na mụọ nke nchegharị
bịakwute Jisus, mana ha [b]kọcha-
ra Chineke, ma chọọ ịnwụ. Otu
o sila dị ha ga-eji mma-agha
gbaa lịka lịka maka ndụ ha nile.
15 Ma o wee ruo na mwute m
laghachịkwutara m ọzọ, ma
ahụrụ m na [a]ụbọchị nke [b]amara
ha sooro ha [c]gafee, ma na arụ
ma na mụọ; n'ihi na ahụrụ m
ọtụtụ-puku n'ime ha e gbudara
na nnupụ-isi pụtara ìhè megide
Chineke ha, ma kpokọlite ha
dịka nsị-anụ n'elu iru nke ala
ahụ. Ma otu a narị afọ atọ na iri
anọ na anọ agafeworịị.
16 Ma o wee ruo na n'afọ nke
narị atọ na iri anọ na ise ndị
Nifaị malitere ịgbapụ site n'iru
ndị Leman; ma a chụrụ ha ọsọ
ruo mgbe ha bịaruru ọbụna
n'ala nke Jashọn, tutu o wee kwe
omume ịkwusị ha na nlaghachị-
azụ ha.
17 Ma ugbua, obodo-ukwu
nke Jashọn dịịrị nso [a]n'ala ebe
Amarọn debeworo akụkọ-nde-
kọta nile nye Onye-nwe, ka e
wee ghara ibibi ha. Ma lee
agawo m dịka okwu nile nke
Amarọn siri dị, ma e werewo m
epekele nile nke Nifaị, ma dee
akụkọ-ndekọta dịka okwu nile
nke Amarọn siri dị.
18 Ma n'elu epekele nile nke
Nifaị e dere m nkọwasị juru-eju
maka ajọọ-omume na ihe arụ
nile; mana n'elu [a]epekele ndị a,
enwere m ndidi ide nkọwasị
juru-eju maka ajọọ-omume ha
na ihe arụ nile, n'ihi na lee,
ọnọdụ esepụghị-aka nke ajọọ-
omume na ihe arụ nile na adị
n'iru nke anya m abụọ site n'oge
m tozuworo ihu ụzọ nile nke
mmadụ.
19 Ma ahụhụ dịrị m n'ihi ajọọ-
omume ha; n'ihi na mkpụrụ-obi
m ejupụtawọrịị na mwute n'ihi
ajọọ-omume ha, ụbọchị m nile;
otu o sila dị, a matara m na
a [a]ga-ebulite m elu n'ụbọchị
ikpe-azụ.
20 Ma o wee ruo na n'afọ nke
a, ndị nke Nifaị ka a chụkwara-
nta ha ọzọ ma chụpụ ha. Ma o
wee ruo na a chụgharịrị anyị
ruo mgbe anyị bịaworo n'elu-
elu ruo n'ala nke a kpọrọ Shem.
21 Ma o wee ruo na anyị wusi-
ri obodo-ukwu nke Shem ike,
ma anyị kpọbatara ndị anyị dịka
o kwere omume, na eleghị-anya
anyị nwere ike ịzọpụta ha site
na mbibi.
22 Ma o wee ruo na n'afọ nke
narị atọ na iri anọ na isii ha mali-
tere ịbịakwasị kwa anyị ọzọ.
23 Ma o wee ruo na a gwara m
ndị m okwu, ma jiri nnukwu
idi ike gbaa ha ume, nke ga-eme
na ha ga eguzo n'atụghị egwu
n'iru ndị Leman ma [a]lụọ ọgụ
maka ndị nwunye ha, na ụmụ

13*b* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
*c* Alma 41:10.
14*a* NGAN Obi Tiwara Etiwa.
*b* NGAN Ikwuhie Chineke, Nkwuhie Chineke.
15*a* Hil. 13:38.
*b* NGAN Amara.
*c* Jer. 8:20; OznỌd. 56:16.
17*a* Mọm 1:1–4.
18*a* NGAN Ekpele nile.
19*a* Mosa. 23:22; Ita 4:19.
23*a* Mosa. 20:11; Alma 43:45.

ha, na ụlọ ha nile, na ebe obibi ha nile.
24 Ma okwu m nile kpọtere ha n'ụdị igosị atụghị-egwu, nke mere na ha agbapụghị site n'iru ndị Leman, ma jiri atụghị-egwu guzogide ha.
25 Ma o wee ruo na anyị lụrụ ọgụ jiri ndị-agha dị puku iri atọ i megide ndị-agha nke puku iri ise. Ma o wee ruo na anyị guzoro n'iru ha jiri ụdị ịkwụsị ike nke mere na ha gbafuru site n'iru anyị.
26 Ma o wee ruo na mgbe ha gbapụworo, anyị kpọọrọ ndị-agha anyị chụọ ha ọsọ, ma zute kwa ha ọzọ, ma merie ha; otu o sila dị ume nke Onye-nwe adị-nyereghị anyị; e, a hapụrụ anyị n'onwe anyị, nke mere na Mụọ nke Onye-nwe adịnyereghị anyị; ya mere anyị abụrụwo ndị na-adịghị ike dịka ụmụnne anyị.
27 Ma obi m nwere mwute n'ihi nnukwu oke ọdachị nke ndị m, n'ihi ajọọ-omume ha na ihe arụ ha nile. Mana lee, anyị gara n'iru megide ndị Leman na ndị-ori nke Gadiantọn, ruo mgbe anyị nwetaghachikwara ala nile ndị nke nketa anyị ọzọ.
28 Ma afọ nke narị atọ na iri anọ na iteghete agafewọrịị. N'afọ nke narị atọ na iri ise anyị mere nkwekọrịta anyị na ndị Leman ma ndị-ori nile nke Gadiantọn, n'ime nke anyị ke-wasịrị ala nile nke nketa anyị.
29 Ma ndị Leman nyere anyị ala nke dị n'elu-elu e, ọbụna ruo [a]n'ọnụ-ụzọ dị mkpafa nke du-bara n'ala dị n'ala-ala. Ma anyị nyere ndị Leman ala nile ahụ dị na ndịda-ndịda.

## ISI 3

*Mọmọn wee tie nchegharị nye ndị Nifaị—Ha wee rite nnukwu mmeri na otuto n'ike nke onwe ha—Mọmọn wee jụ idu ha, ma ekpere nile o kpere maka ha enweghị okwu-kwe—Akwụkwọ nke Mọmọn na-akpọ agbụrụ iri na abụọ nke Israel oku ikwere ozi-ọma ahụ. Ihe dịka afọ 360 ruo 362 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma o wee ruo na ndị Leman abịaghị kwa ịlụ agha ọzọ ruo mgbe afọ iri ọzọ gafeworo. Ma lee, enyewo m rịị ndị m ndị Nifaị ọrụ ha ga-arụ n'ịkwado ala ha nile na ngwa-agha ha nile maka oge nke ịlụ agha.
2 Ma o wee ruo na Onye-nwe sịrị m: Tikuo ndị a—Chegharịa nụ, ma bịakwute m, ma ka e mee unu baptism, ma wulite kwa nụ nzukọ-nsọ m ọzọ, ma a ga-edebe unu.
3 Ma etikuru m ndị a, ma ọ bụụrụ n'efu; ma ha amataghị na ọ bụ Onye-nwe bụ Onye debere ha, ma nye ha ohere maka nchegharị. Ma lee ha me-sịrị obi ha ike megide Onye-nwe Chineke ha.
4 Ma o wee ruo na mgbe afọ nke iri a gafeworo, mee ha nile, narị afọ atọ na iri isii site n'ọbị-bịa nke Kraịst, eze nke ndị Leman zitaara m akwụkwọ-ozi, nke mere ka m mata na ha na akwado ịbịa kwa ịlụ agha ọzọ megide anyị.

29*a* Alma 22:32.

5 Ma o wee ruo na emere m
ndị m ka ha kpọkọta onwe ha
ọnụ n'ala Ọtọgbọrọ-n'efu ahụ,
n'obodo-ukwu nke dị n'oke-ala
nile, n'akụkụ ụzọ-mkpafa nke
gabara n'ala dị na ndịdị-ndịda.
6 Ma n'ebe ahụ anyị debere
ndị-agha anyị nile, ka anyị wee
kwụsị ndị-agha nile nke ndị
Leman, ka ha wee ghara inweta
onwunwe nke ala anyị ọbụla;
ya mere anyị jiri ndị-agha anyị
kwadosie ike i megide ha.
7 Ma o wee ruo na n'afọ nke
narị atọ na iri isii na otu ndị
nke Leman gbadatara n'obodo-
ukwu nke Ọtọgbọrọ-n'efu ịlụ
agha megide anyị, ma o wee ruo
na n'afọ ahụ anyị meriri ha, nke
mere na ha laghachịkwara n'ala
nile nke ha ọzọ.
8 Ma n'afọ nke narị isii na
abụọ, ha gbadatakwara ọzọ ịlụ
agha. Ma anyị merịkwara ha
ọzọ, ma gbuo nnukwu ọnụ-ọgụ-
gụ n'ime ha, ma ozu ndị nke ha
a tụbara ha n'ime oke osimiri.
9 Ma ugbua, n'ihi nnukwu ihe
nke a nke ndị m, ndị Nifaị, me-
woro, ha malitere [a]itu-ọnụ n'ike
nke onwe ha, ma malite ịñụ-iyi
n'iru elu-igwe nile na ha ga-
abọrọ onwe ha ọbọ ọbara nke
ụmụnne ha ndị e gbuworo site
n'aka ndị-iro ha.
10 Ma ha jiri elu-igwe nile
ñụọ-iyi, na kwa oche-eze nke
Chineke, na ha [a]ga-agalite n'ịlụ-
agha megide ndị-iro ha, ma
ha ga-ebepụ ha site n'iru nke
ala ahụ.
11 Ma o wee ruo na mụ,
Mọmọn, jụrụ kpam kpam site
n'oge a gaa n'iru ịbụ onye-isi-
agha na onye-ndu nke ndị a,
n'ihi ajọọ-omume na ihe arụ ha.
12 Lee eduwo m ha, na-agba-
nyeghị ajọọ-omume ha, eduwo
m ha ọtụtụ oge n'ịlụ-agha, ma
ahụwo m ha n'anya, dịka [a]ịhụ-
nanya nke Chineke nke dịịrị
n'ime m siri dị, jiri obi m nile;
ma mkpụrụ-obi m a wụpụtawo
ya n'ekpere nye Chineke m
ogologo ụbọchị nile maka ha;
otu ọ sịla dị, ọ bụ [b]n'enweghị
okwukwe, n'ihi isi ike nke obi
ha nile.
13 Ma ugboro atọ ka m napụ-
taworo ha site n'aka nile nke
ndị-iro ha, ma ha echegharịbe-
ghị na mmehie nile ha.
14 Ma mgbe ha ñụworo-iyi site
n'ihe nile nke a sị ha [a]emela site
n'Onye-nwe anyị na Onye-nzọ-
pụta anyị Jisus Kraịst, na ha ga
agbagokwuru ndị-iro ha nile
n'ịlụ agha, ma bọọrọ onwe ha
ọbọ maka ọbara nke ụmụnne
ha, lee olu nke Onye-nwe bịa-
kwutere m, na-asị:
15 [a]Ọbọ bụ nke m, ma aga m
[b]akwụghachị; ma n'ihi na ndị a
echegharịghị mgbe m napụta-
woro ha, lee, a ga-ebepụ ha site
n'iru nke ụwa.
16 Ma o wee ruo na ajụrụ m
kpam-kpam ịgbago megide ndị-
iro m; ma emere m ọbụna dịka
Onye-nwe nyeworo m n'iwu;
ma eguzoro m dịka onye-aka-
ebe nọ nkịtị igosịpụta nye ndị
ụwa ihe nile nke m hụrụ ma
nụ, dịka ngosipụta nile nke Mụọ

**3** 9*a* 2 Nif. 4:34.
10*a* 3 Nif. 3:20–21; Mọm 4:4.
12*a* NGAN Ịhụnanya.
*b* Mọm 5:2.
14*a* 3 Nif. 12:34–37.
15*a* NGAN Ọbọ.
*b* OznỌd. 82:23.

ahụ nke gbaworo-ama maka ihe
ndị ga-abịa siri dị.
17 Ya mere ana m ede [a]nye
unu, ndị Jentaịlụ, na kwa nye
unu, ụlọ nke Israel, mgbe ọrụ
ahụ ga amalite, na unu ga-anọ
na nkwadobe ịlaghachi n'ala
nke nketa unu;
18 E, lee, ana m ede nye nsọtụ
nile nke ụwa, e, nye unu, agbụ-
rụ iri na abụọ nke Israel, ndị a
ga [a]ekpe ikpe dịka ọrụ ha nile
siri dị site n'aka iri na abụọ ndị
ahụ Jisus họrọ ịbụ ndị na-eso-
ụzọ ya n'ala nke Jerusalem.
19 Ma ana m ede kwa nye ndị
fọdụrụ na ndị a, ndị a ga-ekpe
kwa ikpe site n'aka [a]iri na abụọ
ahụ ndị Jisus hoọrọ n'ala nkea;
ma a ga-ekpe ha ikpe site n'aka
iri na abụọ ndị ọzọ ahụ ndị nke
Jisus họọrọ n'ala nke Jerusalem.
20 Ma ihe ndị a ka Mụọ ahụ
gosipụtara nye m; ya mere ana
m ede nye unu nile. Ma n'ihi
ihe nke a a na m ede nye unu,
ka unu wee mata na unu nile ga
eguzorịrị n'iru [a]oche-ikpe nke
Kraịst ahụ, e, mkpụrụ-obi ọbụ-
la nke bụ nke [b]ezi na ụlọ nile
nke Adam; na unu ga-eguzorịrị
ka ekpe unu ikpe maka ọrụ unu
nile, ma ha dị mma ma ha dị njọ;
21 Na kwa ka unu wee [a]kwere
ozi-ọma nke Jisus Kraịst, nke
unu ga-enwe n'etiti unu; na kwa
ka [b]ndị Juu, ndị ọgbụgba-ndụ
nke Onye-nwe, ga-enwe [c]ndị
aka-ebe ọzọ na abụghị onye ahụ
nke ha hụrụ ma nụ, Jisus ahụ,
onye nke ha gburu, bụụrụ [d]otu
Kraịst ahụ na otu Chineke ahụ.
22 Ma ọ dị m ka asị na m nwere
ike ime ka [a]unu nsọtụ nile nke
ụwa chegharịa ma jikere iguzo
n'iru oche-ikpe nke Kraịst.

## ISI 4

*Agha na nnukwu igbu-mmadụ wee gaa n'iru—Ndị ajọọ-omume wee taa ndị ajọọ-omume ahụhụ—Ajọọ-omume nke karịrị wee were ọnọdụ karịa otu o dịtụrụla mbụ n'Israel nile—Ndịnyom na ụmụ-ntakịrị a na-eji ha achụrụ arụsị aja—Ndị Leman wee malite ịzachapụ ndị Nifaị n'iru ha. Ihe dịka afọ 363 ruo 375 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua o wee ruo na n'afọ
nke narị atọ na iri isii na atọ
ndị Nifaị gbagoro kpọrọ ndị-
agha ha nile gaa ịlụ-agha megi-
de ndị Leman, site n'ala nke
Ọtọgbọrọ n'efu.
2 Ma o wee ruo na ndị-agha
nke ndị Nifaị a chụghachịrị
ha azụ ruo n'ala nke Ọtọgbọrọ
n'efu. Ma mgbe ike ka gwụrụ
ha, ndị-agha ọhụrụ nke ndị
Leman bịakwasịrị ha; ma ha
nwere ịlụ agha dị egwu, nke
mere na ndị Leman weere
onwunwe nke obodo-ukwu
Ọtọgbọrọ n'efu ahụ, ma gbuo
ọtụtụ ndị Nifaị, ma kpọrọ ọtụ-
tụ ndị-mkpọrọ.
3 Ma ndị fọdụrụ gbapụrụ ma
sonye ndị nile bi n'obodo-ukwu

17*a* 2 Nif. 30:3–8;
3 Nif. 29:1.
18*a* Mat. 19:28;
Luk 22:29–30;
OznỌd. 29:12.
19*a* 1 Nif. 12:9–10.
20*a* NGAN Ikpe nke
Ikpe-azụ.
*b* OznỌd. 27:11.
21*a* OznỌd. 3:20.
*b* NGAN Ndị Juu.
*c* 2 Nif. 25:18.
*d* 2 Nif. 26:12;
Mosa. 7:27.
22*a* Alma 29:1.

Tiankọm. Ugbua obodo-ukwu Tiankọm dị n'oke-ala nile n'akụkụ oke osimiri ahụ; ma ọ dị kwa nso n'obodo-ukwu Ọtọgbọrọ n'efu.
4 Ma ọ bụụrụ [a]n'ihi na ndịagha nile nke ndị Nifaị gbagokwuru ndị Leman nke mere na a malitere itigbu ha; n'ihi na ọbụrụ na ọbụghị maka nke ahụ ndị Leman agaraghị enwe ike imeri ha.
5 Mana, lee, ikpe nile nke Chineke ga-emegide ndị ajọọomume; ma ọ bụ site n'aka ndị ajọọ-omume ka a [a]ga-ata ndị ajọọ-omume ahụhụ; n'ihi na ọ bụ ndị ajọọ-omume ahụ na akpasulite obi nile nke ụmụ nke mmadụ ruo n'ịkwafu-ọbara.
6 Ma o wee ruo na ndị Leman mere nkwadobe nile ịbịa megide obodo-ukwu Tiankọm.
7 Ma o wee ruo n'afọ nke narị atọ na iri isii na anọ ndị Leman bịara megide obodoukwu Tiankọm, ka ha wee were kwa onwunwe nke obodo-ukwu Tiankọm.
8 Ma o wee ruo na ndị Nifaị kwaghachiri ha ma chụghachi ha azụ. Ma mgbe ndị Nifaị hụrụ na ha achụghachịwo ndị Leman ahụ azụ ha tukwara ọnụ ọzọ n'ike nke onwe ha, ma ha gara n'iru n'ike nke onwe ha, ma were onwunwe nke obodoukwu Ọtọgbọrọ n'efu ọzọ.
9 Ma ugbua ihe ndị a nile e mewo ha, ma e nwewo ọtụtụ puku e gburu n'akụkụ abụọ abụọ, ma ndị Nifaị ma ndị Leman.
10 Ma o wee ruo na afọ nke narị atọ na iri isii na isii agafeworịị, ma ndị Leman bịakwasịkwara ndị Nifaị ọzọ n'ịlụ-agha; ma ndị Nifaị echegharịghị site n'ihe ọjọọ ahụ ha meworo, ma ha nọgidere n'ajọọ-omume ha esepụghị-aka.
11 Ma o kweghị omume ka ire kọwaa, ma-ọbụ ka mmadụ dee nkọwa zuru-oke maka ọnọdụ dị egwu nke ọbara na nnukwu igbu-mmadụ nke dị n'etiti ndị ahụ, ma na nke ndị Nifaị ma na nke ndị Leman; ma e mesịrị obi ọbụla ike, nke mere na ha nwere mmasị n'ịkwafu ọbara esepụghị aka.
12 Ma e nweghị mgbe ọbụla e nwetụrụla nnukwu [a]ajọọ-omume dị otu a n'etiti ụmụ nile nke Lihaị, ma-ọbụ ọbụna na etiti ụlọ nile nke Israel, dịka okwu nile nke Onye-nwe siri dị, dịka o siri dị n'etiti ndị a.
13 Ma o wee ruo na ndị Leman weere onwunwe nke obodoukwu Ọtọgbọrọ n'efu ahụ, ma nke a n'ihi na [a]ọnụ-ọgụgụ ha karịrị ọnụ-ọgụgụ nke ndị Nifaị.
14 Ma ha zọgakwara-ije n'iru megide obodo-ukwu Tiankọm, ma chụpụ ndị nile bi n'ime ya site na ya, ma kpọrọ ọtụtụ ndịmkpọrọ ma ndịnyom ma ụmụ ha ma jiri ha chụlitere [a]chi arụsị ha nile aja.
15 Ma o wee ruo na n'afọ nke narị atọ na iri isii na asaa, ebe iwe na ewe ndị Nifaị n'ihi na ndị Leman ejiriwo ndịnyom ha na ụmụ ha chụọ-aja, na ha gara imegide ndị Leman jiri nnukwu

**4** 4*a* Mọm 3:10.
5*a* OznỌd. 63:33.
12*a* Jen. 6:5; 3 Nif. 9:9.
13*a* Mọm 5:6.
14*a* NGAN Ife Arụsị.

iwe kaṛịṛị akaṛị, nke mere na ha
meṛịkwara ndị Leman ọzọ, ma
chụpụ ha site n'ala ha nile.
16 Ma ndị Leman abịaghịkwa
ọzọ imegide ndị Nifaị ruo n'afọ
nke naṛị atọ na iri asaa na ise.
17 Ma n'ime afọ nke a ha gba-
datara imegide ndị Nifaị jiri ike
ha nile; ma a gụghị ha ọnụ n'ihi
nnukwu nke ọnụ-ọgụgụ ha dị.
18 Ma [a]site n'oge a gaa n'iru
ka ndị Nifaị na-enwetaghị kwa
ike imeri ndị Leman, mana ha
malitere ịzapụ ha ọbụna dịka
igirigi n'ebe anyanwụ dị.
19 Ma o wee ruo na ndị Leman
gbadatara imegide obodo-ukwu
Ọtọgbọrọ n'efu; ma e nwere
agha dị egwu kaṛịṛị akaṛị a lụrụ
n'ala Ọtọgbọrọ n'efu, n'ime nke
ha meriri ndị Nifaị.
20 Ma ha gbapụkwara ọzọ site
n'iru ha, ma ha bịara n'obodo-
ukwu Boaz; ma n'ebe ahụ ha
guzoro megide ndị Leman jiri
atụghị-egwu kaṛịṛị akaṛị, nke
mere na ndị Leman emerighị
ha ruo mgbe ha bịaworo ọzọ
nke ugboro abụọ.
21 Ma mgbe ha bịaworo nke
ugboro abụọ, a chụpụrụ ndị
Nifaị ma gbuo ha jiri nnukwu
ogbugbu kaṛịṛị akaṛị; ndịnyom
ha na ụmụ ha e jịkwara ha ọzọ
chụọrọ arụsị aja.
22 Ma o wee ruo na ndị Nifaị
gbapụkwara ọzọ site n'iru ha,
kpọrọ ndị nile bi n'ebe ahụ ti-
nyere onwe ha, ma na obodo
nile ma ọnụmara nile.
23 Ma ugbua mụ, Mọmọn,
ebe m hụrụ na ndị Leman
chọrọ iwerecha ala ahụ, ya
mere agara m n'ugwu [a]Shịm,
ma welite akụkọ-ndekọta nile
ahụ nke Amarọn zoliteworo nye
Onye-nwe.

---

## ISI 5

*Mọmọn wee duo kwa ndị-agha Nifaị n'agha nile nke ọbara na nnukwu igbu-mmadụ ọzọ—Akwụkwọ nke Mọmọn ga-apụta ime ka Israel nile kwenye na Jisus bụ Kraịst ahụ—N'ihi ekweghị-ekwe ha, a ga-ekposasị ndị Leman, ma Mụọ ahụ ga-akwụsị ịnọnyere ha—Ha ga-anata ozi-ọma ahụ site n'aka ndị Jentaịlụ n'ụbọchị ndị nke ikpe-azụ. Ihe dịka afọ 375 ruo 384 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA o wee ruo na agaghaṛịṛị m
n'etiti ndị Nifaị, ma chegharịa
[a]n'ịñụ-iyi ahụ nke m ñụworo na-
agaghị-kwa m enyere ha aka
ọzọ; ma ha nyekwara m ịchị-
agha nke ndị-agha ha ọzọ, n'ihi
na ha lekwasịrị m anya dịka
aga-asị na m nwere ike ịnapụta
ha site na mkpagbu ha nile.
2 Mana lee, anọ m [a]na-enwe-
ghị olile-anya, n'ihi na a matara
m ikpe nile nke Onye-nwe nke
ga-abịakwasị ha; n'ihi na ha
echegharịghị site na ajọọ-omu-
me ha nile, kama ha gbara lịka
lịka maka ndụ ha na-akpọkụghị
Onye ahụ nke kere ha.
3 Ma o wee ruo na ndị Leman
bịara megide anyị dịka anyị
gbagaworo n'obodo-ukwu nke
Jọdan; mana lee, achụghachịrị
ha azụ nke mere na ha ewere-
ghị obodo-ukwu ahụ n'oge ahụ.

18*a* Mọm 3:3.
23*a* Mọm 1:3.
**5** 1*a* Mọm 3:11.
2*a* Mọm 3:12.

4 Ma o wee ruo na ha bịakwa-
ra megide anyị ọzọ, ma anyị
jidekwara obodo-ukwu ahụ ọzọ.
Ma e nwekwara obodo-ukwu
ndị ọzọ nke ndị Nifaị jidekwara,
ebe e wusịrị-ike nile ndị nke
bepụrụ ha na ha enweghị ike
ịba n'ime mba ahụ nke tọgbọrọ
n'iru anyị, ibibi ndị bi n'ala anyị.
5 Mana o wee ruo na ala nile
ọbụla anyị gabigaworo, ma ndị
bi n'ime ya akpọbataghị ha, ndị
Leman bibiri ha, ma obodo ha
nile, na ọnụmara ha nile, na obo-
do-ukwu ha nile a kpọrọ ha ọkụ;
ma otu a narị afọ atọ na iri asaa
na iteghete gafere.
6 Ma o wee ruo na n'afọ
nke narị atọ na iri asatọ ndị
Leman bịakwara ọzọ megide
anyị n'ịlụ agha, ma anyị guzo-
gidere ha n'atụghị-egwu; mana
ha nile bụ n'efu, n'ihi na oke
nnukwu ka ọnụ-ọgụgụ ha nile
dị nke mere na ha zọgidere
ndị nke ndị Nifaị n'okpụrụ
ụkwụ ha.
7 Ma o wee ruo na anyị gbapụ-
kwara ọzọ, ma ndị nke mgbapụ
ha dị ọsọ-ọsọ karịa nke ndị
Leman gbanarịrị, ma ndị nke
mgbapụ ha na-akarịghị nke ndị
Leman, a zadara ha ma bibie ha.
8 Ma ugbua lee, mụ, Mọmọn,
achọghị inye mkpụrụ-obi nile
nke ndị mmadụ ntara m ahụhụ
site n'ịtụpụ n'iru ha ụdị ọnọdụ
dị egwu nke ọbara na nnukwu
igbu-mmadụ dịka e siri tọgbọ
ya n'iru anya m abuọ; mana mụ,
ebe m matara na ihe ndị a a ga-
emerịri ka a mata ha, ma na ihe
nile nke e zoro ezo a ga [a]ekpu-
gherịrị ha n'elu ụlọ nile—
9 Na kwa ọmụma nke ihe ndị
a [a]ga-abịarurịrị ndị fọdụrụ nke
ndị a, na kwa ruo ndị Jentaịlụ,
ndị Onye-nwe sịworo [b]ga-ekpo-
sasị ndị a, ma ndị a ka a ga-agụ
dịka ihe efu n'etiti ha—ya mere
a na m ede [c]ntakịrị ihe nke-nke,
na anwaghị a nwa inye nkọwasị
juru-eju maka ihe ndị nke m
hụworo, n'ihi iwu-nsọ nke m
nataworo, na kwa ka unu ghara
inwe nnukwu mwute karịrị aka-
rị n'ihi ajọọ-omume nke ndị a.
10 Ma ugbua lee, nke a ka m
na-ekwu nye mkpụrụ-afọ ha, na
kwa nye ndị Jentaịlụ ndị nke na
eche maka ụlọ nke Israel, ndị
matara ebe ngọzi ha nile siri bịa.
11 N'ihi na a matara m na ụdị
ahụ ga-enwe mwute maka oke-
ọdachị nke ụlọ nke Israel; e, ha
ga-enwe mwute maka mbibi
nke ndị a; ha ga-enwe mwute na
ndị a echegharịbeghị na a gaara-
rịị ejikọta ha n'ogwe aka abụọ
nke Jisus.
12 Ugbua [a]ihe ndị a e dere ha
nye [b]ndị fọdụrụ nke ụlọ nke
Jekọb; ma e dere ha n'ụdị dị otu
a, n'ihi na Chineke matara maka
ya na ajọọ-omume agaghị akpọ-
pụta ha nye ha; ma a [c]ga-ezolite
ha nye Onye-nwe ka ha wee
pụta mgbe oge nke ya zuru.
13 Ma nke a bụ iwu-nsọ ahụ
nke m nataworo; ma lee, ha ga-

8*a* Luk 12:2–3; 2 Nif. 27:11; OznỌd. 1:3.
9*a* 4 Ne. 1:49.
*b* 3 Nif. 16:8.
*c* Mọm 1:1.
12*a* Inọs 1:16; Hil. 15:11–13. NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* OznỌd. 3:16–20.
*c* Mọm 8:4, 13–14; Moro. 10:1–2.

apụta dịka iwu-nsọ nke Onye-nwe siri dị, mgbe ọ ga-ahụ na o kwesịrị, n'amamihe ya.
14 Ma lee, ha ga-agakwuru ndị na-ekweghị-ekwe nke [a]ndị Juu; ma maka ebum-n'obi a ka ha ga-aga—ka e wee mee ka ha [b]kwenye na Jisus bụ Kraịst ahụ, Ọkpara nke Chineke ahụ dị ndụ; ka Nna wee weruta, site na onye nke Ọkachasịrị Hụ-n'a-nya, nnukwu na ebum-n'uche ebighi-ebi ya, n'iwetaghachi ndị Juu, ma-ọbụ ụlọ nile nke Israel, ruo n'ala nke nketa ha, nke Chineke ha nyeworo ha ruo na mmejupụta nke [c]ọgbụgba-ndụ ya.
15 Na kwa na mkpụrụ-afọ nke [a]ndị a ga e kwere ozi-ọma ya n'uju karịa, nke [b]ga-agakwuru ha site n'aka ndị Jentaịlụ; n'ihi na ndị a a [c]ga-ekposasị ha, ma ha [d]ga-abụzi ndị ojii, ndị na eru-inyi, na ndị a na asọ asọ, karịa nkọwa nke ihe nke dịworo mbụ n'etiti anyị, e, ọbụna ihe ahụ nke dịworo n'etiti ndị Leman, ma nke a n'ihi ekweghị ekwe na ikpere arụsị ha.
16 N'ihi na lee, Mụọ nke Onye-nwe akwusịwọrịị [a]idinye-re ndị nna ha; ma ha nọ na-enweghị Kraịst na Chineke n'ụwa; ma a na-achụgharị ha dịka [b]afụrụ n'iru ikuku.
17 O nwere mgbe ha bụụrụ ndị e nwere mmasị na ha, ma ha nwere Kraịst [a]n'onye-ọzụzụ-atụrụ ha; e, eduru ha ọbụna site n'aka Chineke Nna.
18 Mana ugbua, lee, Ekwensu [a]na-edugharị ha, ọbụna dịka a na-ebụgharị afụrụ n'iru ikụkụ, ma-ọbụ dịka a na-esi atụgharị ụgbọ n'elu ebili mmiri nile, na-enweghị ihe-onyịnya-ụgbọ ma-ọbụ ihe-nkwụsi-ụgbọ, ma-ọbụ n'enweghị ihe ọbụla nke a ga-eji nyaa ya; ma ọbụna dịka ọ dị, otu ahụ ka ha dị.
19 Ma lee, Onye-nwe edokwa-wo ngọzi nile ha, nke ha gaara-rịị anata n'ala ahụ, maka [a]ndị Jentaịlụ ndị ga-enwere ala ahụ.
20 Mana lee, ọ ga-eru na ndị Jentaịlụ ga achụghari ma kpo-sasịa ha; ma mgbe ndị Jentaịlụ chụgharịsịrị ha ma kposasịa ha, lee, mgbe ahụ ka Onye-nwe [a]ga-echeta [b]ọgbụgba-ndụ nke o mere nye Abraham na nye ụlọ nke Israel nile.
21 Na kwa Onye-nwe ga-eche-ta [a]ekpere nile nke ndị ezi-omu-me, nke e kpelitaworo nye ya maka ha.
22 Ma mgbe ahụ O unu ndị Jentaịlụ, olee otu unu ga-esi guzoro n'iru ike nke Chineke, ma ọbụghị na unu ga-echegha-rị ma tụgharịa site n'ajọọ ụzọ unu nile?
23 Unu amataghị na unu nọ n'aka abụọ nke Chineke? Unu amataghị na o nwere ike nile,

14*a* 2 Nif. 29:13; 30:7–8. NGAN Ndị Juu.
*b* 2 Nif. 25:16–17.
*c* 3 Nif. 29:1–3.
15*a* 3 Nif. 21:3–7, 24–26.
*b* 1 Nif. 13:20–29, 38; Mọm 7:8–9.
*c* 1 Nif. 10:12–14; 3 Nif. 16:8.
*d* 2 Nif. 26:33.
16*a* Jen. 6:3; Ita 2:15.
*b* Abụọma 1:4.
17*a* NGAN Onye-ozụzụ-atụrụ Ọma.
18*a* 2 Nif. 28:21.
19*a* 3 Nif. 20:27–28.
20*a* 3 Nif. 16:8–12.
*b* NGAN Ọgbụgba-ndụ nke Abraham.
21*a* Inọs 1:12–18; Mọm 9:36–37.

ma na nnukwu [a]inye iwu ya
a [b]ga-afụkọta ụwa ọnụ dịka
akwụkwọ afụkọtara afụkọta?
24 Ya mere, chegharịa nụ, na
mee onwe unu umeala n'iru ya,
eleghị anya ọ ga-apụta n'ikpe
zịrị-ezi megide unu—eleghị
anya ndị fọdụrụ nke mkpụrụ-
afọ nke Jekọb ga-agaghari n'etiti
unu dịka [a]ọdụm, ma dọkasịa
unu irighiri irighiri, ma ọdịghị
onye ga-anapụta.

## ISI 6

*Ndị Nifaị wee gbakọta n'ala nke Kumora maka ịlụ-agha ikpe-azụ—Mọmọn wee zoo akụkọ-ndekọta nile ahụ dị nsọ n'ugwu Kumora—Ndị Leman nwere mmeri, ma e bibiri mba Nifaị—Ọtụtụ narị nke ọtụtụ puku ka e jiri mma-agha gbuo. Ihe dịka afọ 385 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

Ma ugbua edechaala m akụkọ-
ndekọta m gbasara [a]mbibi nke
ndị m, ndị Nifaị. Ma o wee ruo
na anyị zọrọ-ije gaa n'iru ndị
Leman.
2 Ma mụ, Mọmọn, degaara eze
nke ndị Leman akwụkwọ-ozi,
ma chọọ n'aka ya ka o kwenye
ka anyị kpọkọta ndị anyị ọnụ
[a]n'ala nke Kumora, n'akụkụ
ugwu nke a kpọrọ Kumora, ma
n'ebe ahụ ka anyị ga-enwe ike
nye ha agha.
3 Ma o wee ruo na eze ndị
Leman kwere meere m ihe ahụ
nke m chọrọ.
4 Ma o wee ruo na anyị zọga-
ra-ije n'ala nke Kumora, ma
anyị rụnyere ụlọ-ịkwuu anyị
nile gburu-gburu ugwu Kumo-
ra ahụ; ma ọ bụụrụ n'ala nke
ọtụtụ mmiri, osimiri nile, na isi-
iyi nile; ma n'ebe a anyị nwere-
rịị olile-anya ịnọ n'ọnọdụ-ọma
karịa ndị Leman.
5 Ma mgbe narị afọ atọ na iri
asatọ na anọ gafeworo, a kpọ-
batawọrịị ndị nke anyị nile fọ-
dụrụ n'ala nke Kumora.
6 Ma o wee ruo na mgbe anyị
kpọkọtaworo ndị anyị nile n'otu
n'ala nke Kumora, lee mụ,
Mọmọn, malitere ika nka; ma
ebe m matara na ọ bụ ịgba mbọ
ikpe-azụ nke ndị m, ma ebe
Onye-nwe nyeworo m ịwu ka
m ghara ikwe ka akụkọ-ndekọ-
ta nile nke e nyedataworo site
n'aka ndị nna anyị, ndị nke dị
nsọ, ịdaba n'aka nile nke ndị
Leman, (n'ihi na ndị Leman ga-
ebibi ha) ya mere e mepụtara m
[a]akụkọ-ndekọta a site n'epeke-
le nile nke Nifaị, ma [b]zoo n'u-
gwu Kumora akụkọ-ndekọta
nile nke e tinyere m n'aka site
n'aka nke Onye-nwe, ma ọbụ-
ghị epekele [c]ole na ole ndị a
nke m nyere nwa m nwoke
[d]Moronaị.
7 Ma o wee ruo na ndị m, ha
na ndị nwunye ha na ụmụ ha,
hụrụ [a]ndị-agha nile nke ndị
Leman ugbua ka ha na azọ-ije
chee ha iru, ma n'ịtụ-egwu ahụ
nke dị egwu nke ọnwụ nke

23*a* Hil. 12:8–17.
*b* 3 Nif. 26:3.
24*a* Maịka 5:8;
3 Nif. 20:15–16.
**6** 1*a* 1 Nif. 12:19;
Jarọm 1:10;
Alma 45:9–14;
Hil. 13:5–11.
2*a* Ita 9:3.
6*a* NGAN Ekpele nile.
*b* Ita 15:11.
*c* OkwMọm. 1:2.
*d* Mọm 8:1.
7*a* 1 Nif. 12:15.

jupụtara obi nile nke ndị ajọọ-
omume, ka ha chere ịnabata ha.
8 Ma o wee ruo na ha bịara
ịlụ-agha megide anyị, ma mkpụ-
rụ-obi onye ọbụla jupụtara
n'oke egwu n'ihi nnukwu nke
ọnụ-ọgụgụ ha nile.
9 Ma o wee ruo na ha jiri mma-
agha dakwasị ndị m, ma jiri
ụta, ma jiri akụ, ma jiri onyike,
ma jiri ụdị ngwa-ọgụ nile dị
iche iche nke agha.
10 Ma o wee ruo na ndị nwoke
m e gbudara ha, e, ọbụna puku
iri m ndị mụ na ha nọ, ma adara
m na mmeru-arụ n'etiti ha;
ma ha gafere n'akụkụ m nke
mere na ha ewetaghị ndụ m na
ngwụcha.
11 Ma mgbe ha gazuworo ma
gbuda [a]ndị m nile ma ewezuga
anyị iri abụọ na anọ, (n'etiti ndị
nke nwa m nwoke nọ n'ime ha)
ma anyị ebe anyị gbanarịworo
ọnwụ nke ndị anyị nwụrụ-
anwụ, hụrụ n'echi ya, mgbe
ndị Leman laghachịworo n'ebe
izu-ike ha nile, site n'elu nke
ugwu Kumora ahụ, puku iri nke
ndị m ahụ ndị e gbudara, ebe m
nọ n'iru n'edu ha.
12 Ma anyị hụkwara puku iri
nke ndị m ahụ ndị nwa m nwo-
ke Moronaị duru.
13 Ma lee, puku iri nke Gịdgị-
dona ahụ adawọrịị, na kwa ya
n'etiti ha.
14 Ma Lama adawọrịị ya na
puku iri ya; ma Gịlgal adawọrịị
ya na puku iri ya; ma Lịmha
adawọrịị ya na puku iri ya;
ma Jeneum adawọrịị ya na
puku iri ya; ma Kumenaịha, ma
Moronaịha, ma Antionụm, ma
Shịblọm, ma Shem, ma Jọsh,
adawọrịị ha na puku iri ha
onye ọbụla.
15 Ma o wee ruo na e nwere iri
ndị ọzọ ndị nke dara na mma-
agha, ha na puku iri ha onye
ọbụla; e, ọbụna [a]ndị m nile, ma
ọbụghị iri abụọ na anọ ndị ahụ
mụ na ha nọ, na kwa ole na ole
ndị nke gbabara na mba ndị
nke dị na ndịda-ndịda, na ole
na ole ndị nke gbafekwugara
ndị Leman, ma ha adawo, ma
anụ-arụ ha, na ọkpụkpụ nile,
na ọbara tọgbọrọ n'elu iru nke
ụwa, ebe aka nke ndị ahụ gbu-
ru ha hapụrụ ha ka ha rekasịa
n'elu ala ahụ, na ka ha tụrisịa
ma laghachịkwuru nne ha ala.
16 Ma mkpụrụ-obi m gbawara
na mgbu, n'ihi ndị nke e gburu-
egbu na ndị m, ma etiri m
mkpu:
17 O unu ndị mara mma, olee
otu unu gaara-esi fuo site n'ụzọ
nile nke Onye-nwe! O unu ndị
mara mma, olee otu unu gaara-
esi jụ Jisus ahụ, onye guzoro
n'aka abụọ ghere-oghe ịnabata
unu!
18 Lee, ọbụrụ na unu emebe-
ghi ihe a, unu agaraghị ada.
Mana lee, unu adawo, ma a na
m eru-ụjụ ofufu unu.
19 O unu ụmụ-nwoke na ụmụ-
ada, unu ndị nna na ndị nne,
unu ndị di na ndị nwunye, unu
ndị mara mma, olee otu o siri
bụrụ na unu gaara adawo!
20 Mana lee, unu agawo, ma
mwute m nile enweghị ike iweta
nlaghachị azụ unu.

11*a* 1 Nif. 12:19–20; Hil. 15:17.
15*a* Alma 9:24.

21 Ma ụbọchị ahụ na-abịa
ọsọ-ọsọ mgbe arụ unu na-anwụ
anwụ ga-eyịkwasịrịrị anwụghị-
anwụ, ma arụ nile ndị a ndị nke
na-erekasị ugbua n'ire ure ga-
aghọrịrị [a]arụ ndị na-agaghị ere
ure; ma mgbe ahụ unu ga-egu-
zorịrị n'iru oche-ikpe nke Kraịst
ahụ, ka e kpee unu ikpe dịka ọrụ
unu nile siri dị; ma ọbụrụ na
unu bụ ndị ezi-omume, mgbe
ahụ ka unu ga-enwe ngọzi, unu
na ndị nna unu ndị gafeworo
tutu unu.
22 O ọbụrụ na unu chegharị-
worọrị tutu nnukwu mbibi nke
a abịakwasị unu, Mana lee, unu
agawo, ma Nna ahụ, e, Nna
Mgbe-ebighi-ebi nke elu-igwe,
matara ọnọdụ unu; ma ọ na-
emeso unu dịka [a]ikpe ya ziri-ezi
na [b]ebere ya siri dị.

## ISI 7

*Mọmọn wee kpọọ ndị Leman nke ụbọchị ikpe-azụ oku ikwere na Kraịst, nabata ozi-ọma ya, ma ka azọpụta ha—Ndị nile kwere na Bible ga e kwere kwa na Akwụkwọ nke Mọmọn. Ihe dịka afọ 385 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua, lee, a ga m ekwu ihe
ole na ole nye [a]ndị fọdụrụ na ndị
a ahapụrụ, ọbụrụ na Chineke
ga-enye ha okwu m nile, ka ha
wee mata maka ihe nile nke ndị
nna ha; e, a na m agwa unu, unu
ndị fọdụrụ nke ụlọ nke Israel,
ma ndị a bụ okwu ndị ahụ nke
m na ekwu:
2 Mata nụ na unu bụ nke [a]ụlọ
nke Israel.
3 Mata nụ na unu ga-abịarịrị
na nchegharị, ma ọdịghị otu a
agaghị azọpụta unu.
4 Mata nụ na unu ga-atọgbọrị-
rị ngwa-ọgụ unu nile nke agha,
ma kwusị inwe mmasị n'ịkwa-
fu ọbara, ma ghara iwerekwa ha
ọzọ, ma ọbụghị na Chineke ga-
enye unu iwu.
5 Mata nụ na unu ga-abịarịrị
na [a]mmata nke ndị nna unu, ma
chegharia site na mmehie unu
nile na ajọọ-omume nile, ma
[b]kwere na Jisus Kraịst, na ọ bụ
Ọkpara nke Chineke, ma na ndị
Juu gburu ya, ma site n'ike nke
Nna ahụ o biliwo ọzọ, n'ebe nke
o ritaworo [c]mmeri ahụ n'ebe ili
dị; na kwa n'ime ya ka e lomiri
ihe ọgbụgba nke ọnwụ.
6 Ma ọ na-eweta na mmezu
[a]mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ
anwụ, site n'ebe a ga-esirịrị ku-
lite mmadụ ka o guzoro n'iru
[b]oche-ikpe ya.
7 Ma o wetawo na mmezu
[a]mgbapụta nke ụwa, ya mere
onye nke a chọpụtara [b]n'ikpe
amaghị ya n'iru ya n'ụbọchị
ikpe ahụ a ga-enye ya [c]ibi n'ebe

21*a* 1 Ndị-Kọ 15:53–54.
22*a* NGAN Ikpe-ziri-ezi.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
**7** 1*a* Hil. 15:11–13.
2*a* Alma 10:3.
5*a* 2 Nif. 3:12.
*b* NGAN Kwere, Nkwenye; Okwukwe.
*c* Aisa. 25:8; Mosa. 16:7–8.
6*a* NGAN Mbilite n'Ọnwụ.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe; Ikpe nke Ikpe-azụ.
7*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
*b* NGAN Mee Ka o Zi-ezi, Nkwado Izi-ezi.
*c* 1 Nif. 10:21; OznỌd. 76:62; Moses 6:57.

Chineke nọ n'ala-eze ya, ịbụ abụ
otuto akwụsịghị-akwụsị ya na
[d]otu-ndị-abụ nile nọ n'elu, nye
Nna ahụ, na nye Ọkpara ahụ, na
nye mụọ Nsọ ahụ, ndị bụ [e]otu
Chineke, n'ọnọdụ [f]añụrị nke na-
enweghị ngwụcha.
8 Ya mere chegharịa, ma ka e
mee unu baptism n'aha nke
Jisus, ma jidesie [a]ozi-ọma nke
Kraịst ahụ ike, nke a ga-edozi
n'iru unu, ọbụghị nanị [b]n'akụ-
kọ-ndekọta nke a mana kwa
n'akụkọ-ndekọta nke ga-abịaru
ndị Jentaịlụ [c]site n'aka ndị Juu,
bụ akụkọ-ndekọta nke ga-esite
n'aka ndị Jentaịlụ [d]bịaruo unu.
9 N'ihi na lee, [a]nke a ka e dere
maka ebum-n'obi na unu [b]ga-
ekwere nke ahụ; ma ọbụrụ na
unu kwere nke ahụ unu ga-
ekwere kwa nke a; ma ọ bụrụ na
unu kwere nke a unu ga-amata
gbasara ndị nna unu, na kwa
ọrụ ịtụ-n'anya nile nke e mere
site n'ike nke Chineke n'etiti ha.
10 Ma unu ga-amata kwa na
unu bụ ndị fọdụrụ nke mkpụrụ-
afọ nke Jekọb; ya mere a gụnye-
re unu n'etiti ndị nke ọgbụgba-
ndụ mbụ; ma ọ bụrụ na ọ dị otu
a na unu kwere na Kraịst, ma e
mee unu baptism, mbụ jiri
mmiri, ọzọ jiri ọkụ na jiri Mụọ
Nsọ, na-eso [a]ụkpụrụ nke Onye-
nzọpụta anyị, dịka ihe ahụ nke
o nyeworo anyị n'iwu, ọ ga-adịrị
unu mma n'ụbọchị nke ikpe.
Amen.

## ISI 8

*Ndị Leman chọpụtara ma bibie ndị Nifaị—Akwụkwọ nke Mọmọn ga-apụta site n'ike nke Chineke—Ahụhụ nile ekwupụtakwasịrị ndị na-ekupụta ume iwe na esem-okwu megide ọrụ nke Onye-nwe—Akụkọ-ndekọta nke ndị Nifaị ga-apụta n'ụbọchị nke ajọọ-omume, ịdagha-chi-azụ n'agwa ọma, na ịgọnarị okwukwe. Ihe dịka afọ 400 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

LEE mụ, [a]Moronaị, edechaala
[b]akụkọ-ndekọta nke nna m,
Mọmọn. Lee, enwere m nanị ihe
ole na ole m ga-ede, bụ ihe ndị
nke nna m nyeworo m n'iwu.
2 Ma ugbua o wee ruo na mgbe
[a]nnukwu agha ahụ dị egwu
gasịrị na Kumora, lee, ndị Nifaị
ndị gbapụworo n'ime mba dị
na ndịda-ndịda [b]ndị Leman
chụrụ-nta ha, ruo mgbe ebibiri
ha nile.
3 Ma ha gbukwara nna m,
ma ọbụna anọ m [a]nanị m ide
akụkọ mwute nke mbibi nke
ndị m ahụ. Mana lee, ha agawo,
ana m emezu iwu nke nna m.
Ma ọbụrụ na ha ga-egbu m,
amaghị m.
4 Ya mere aga m ede ma zolite
akụkọ-ndekọta nile n'ime ala;
ma ebe ọbụla m na-aga ọdịghị
ihe o mere.
5 Lee, nna m edewo [a]akụkọ-
ndekọta nke a, ma o dewo

7*d* Mosa. 2:28.
*e* OznỌd. 20:28. NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*f* NGAN Ọhụ.
8*a* NGAN Ozi-ọma.
*b* NGAN Bible.
*c* 2 Nif. 29:4–13.
*d* 1 Nif. 13:38.
9*a* NGAN Akwụkwọ nke Mọmọn.
*b* 1 Nif. 13:38–41.
10*a* 2 Nif. 31:5–9.
**8** 1*a* NGAN Moronaị Nwa-nwoke nke Mọmọn.
*b* NGAN Ekpele nile.
2*a* Mọm 6:2–15.
*b* OznỌd. 3:18.
3*a* Moro. 9:22.
5*a* Mọm 2:17–18.

ebum-n'obi dị n'ime ya. Ma
lee, agaara m ede kwa ya ma
ọbụrụ na m nwere ohere n'elu
[b]epekele nile ahụ, mana ọdịghị
nke m nwere; ma ntụ-igwe
onweghị nke m nwere, n'ihi
na nanị m nọ. Egbuwo nna m
n'agha, na ndị ikwu na ibe
m nile, ma enweghị m ndị enyị
ma-ọbụ ebe m ga-aga; ma oge
Onye-nwe ga-achọ ka m nọruo
amaghị m.
6 Lee, [a]narị afọ anọ agafewo
site n'oge ọbịbịa nke Onye-nwe
anyị na Onye-nzọpụta anyị.
7 Ma lee, ndị Leman achụwo-
nta ndị m, ndị Nifaị, gbada
site n'obodo-ukwu ruo n'obo-
do-ukwu na site n'ebe ruo n'ebe,
ọbụna ruo mgbe ha na-anọghị
kwa ọzọ; ma nnukwu ka ọdịda
ha [a]diworo; e, nnukwu na ịtụ-
n'anya ka mbibi nke ndị m bụ
ndị Nifaị dị.
8 Ma lee, ọ bụ aka nke Onye-
nwe bụ ihe meworo ya. Ma lee
kwa ndị Leman nọ [a]n'agha otu
onye na ibe ya; ma iru ala nke
a nile bụ otu gburu-gburu ese-
pụghị aka nke igbu-mmadụ
na ịkwafu-ọbara; ma ọdịghị
onye matara mgbe agha ahụ
ga-agwụ.
9 Ma ugbua, lee, anaghị m
ekwu kwa ọzọ gbasara ha, n'ihi
na enweghị ndị ọzọ fọdụrụ ma
ọbụghị ndị Leman na [a]ndị-ori
ndị nọ n'elu iru nke n'ala ahụ.
10 Ma enweghị ndị nke mata-
ra ezi Chineke ahụ ma ọbụghị
[a]ndị na-eso-ụzọ nke Jisus, ndị
nọgidere n'ala ahụ ruo mgbe
ajọọ-omume nke ndị ahụ karịrị
nnukwu nke mere na Onye-nwe
achọghị kwa ka ha [b]nọdụ ha na
ndị ahụ; ma ọbụrụ na ha nọ
n'elu iru nke ala ahụ ọdịghị
onye matara.
11 Mana lee, [a]nna m na mụ
ahụwo ha, ma ha ekwusaworo
anyị ozi-ọma.
12 Ma onye ọbụla nke ga-ana-
ta akụkọ-ndekọta nke a, ma ọ
gaghị ekwutọ ya n'ihi ezughị-
oke nile nke dị n'ime ya, onye
ahụ ga-amata maka [a]nnukwu
ihe ndị karịrị ndị a. Lee, abụ m
Moronaị; ma ọbụrụ na o kwere
mee, aga m eme ka unu mata
ihe nile.
13 Lee, abịa m na ngwụcha
nke ikwu okwu gbasara ndị a.
Abụ m nwa nwoke nke Mọmọn,
ma nna m bụụrụ [a]onye agbụrụ
nke Nifaị.
14 Ma abụ m otu onye ahụ nke
[a]na-ezolite akụkọ-ndekọta nke
a nye Onye-nwe; epekele nile dị
na ya adịghị uru ha bara, n'ihi
iwu-nsọ nke Onye-nwe. N'ihi
na o kwuru n'ezi-okwu na ọdị-
ghị onye ga-eji ha maka inweta
[b]uru; mana akụkọ-ndekọta ahụ
dị na ya bara nnukwu uru; ma
onye ọbụla ga-ewepụta ya ìhè,
ya ka Onye-nwe ga agọzi.
15 N'ihi na ọdịghị onye ga-
enwe ike iwepụta ya ìhè ma
ọbụghị na Chineke nyere ya;
n'ihi na Chineke chọrọ na a

5*b* Mọm 6:6.
6*a* Alma 45:10.
7*a* 1 Nif. 12:2–3.
8*a* 1 Nif. 12:20–23.
9*a* Mọm 2:8.
10*a* 3 Nif. 28:7; Ita 12:17. NGAN Ndị Na-esọ Ụzọ Atọ Nifaị.
*b* Mọm 1:16.
11*a* 3 Nif. 28:24–26.
12*a* 3 Nif. 26:6–11.
13*a* 3 Nif. 5:20.
14*a* Moro. 10:1–2.
*b* A—JS 1:46.

ga-eme ya lekwasị [a]anya nanị
n'otuto ya, ma-ọbụ ọdịmma
nke ndị mgbe ochie na ndị
ọgbụgba-ndụ nke Onye-nwe
gbasasịrị oge dị anya.
16 Ma ngọzi na-adịrị [a]onye
nke ga-ewepụta ihe nke a n'ìhè;
n'ihi na a [b]ga-ewepụta ya site
n'ọchịchịrị baa n'ìhè, dịka okwu
Chineke siri dị; e, a ga-ewepụta
site n'ala ahụ, ma ọ ga-enwu-
pụta site n'ọchịchịrị, ma bịaruo
na mmata nke ndị ahụ; ma a ga-
eme ya site n'ike nke Chineke.
17 Ma ọbụrụ na e nwere [a]iri-
mpe nile ha bụ iri-mpe nile nke
mmadụ. Mana lee, anyị amaghị
iri mpe ọbụla; otu ọ sịla dị
Chineke matara ihe nile; ya
mere, onye nke na [b]ekwutọ, ya
kpachara anya adịghị ama ama
na ọ ga anọ n'ihe egwu nke ọkụ
ala-mụọ.
18 Ma onye nke na asị: Gosị m,
ma-ọbụ a ga eti gị ihe—ya kpa-
chara anya adịghị ama ama ọ
ga-enye iwu nke ihe ahụ nke
Onye-nwe sị emela.
19 N'ihi na lee, onye ahụ nke
[a]na-ekpe ikpe aghara-aghara a
ga-ekpe kwa ya ikpe aghara-
aghara; n'ihi na dịka ọrụ ya
nile siri dị ka ụgwọ ọrụ ya nile
ga-adị; ya mere, onye nke na-eti
mmadụ ihe a ga-eti kwa ya ihe,
site n'aka Onye-nwe.
20 Lee ihe akwụkwọ-nsọ kwu-
ru—mmadụ agaghị eti onye-
ọzọ ihe, ọbụghị ma ọ ga-ekpe
onye ọzọ ikpe; n'ihi na ikpe
ikpe bụ nke m, ka Onye-nwe
kwuru, ma ịbọ ọbọ bụ kwa nke
m, ma aga m akwụghachị.
21 Ma onye ọbụla nke ga-eku-
pụta ume iwe na esem-okwu
nile megide ọrụ nke Onye-nwe,
ma megide ndị ọgbụgba-ndụ
nke Onye-nwe ndị bụ nke ụlọ
nke Israel, ma ga-asị: Anyị ga-
ebibi ọrụ nke Onye-nwe, ma
Onye-nwe agaghị echeta ọgbụ-
gba-ndụ ya nke o meworo nye
ụlọ nke Israel—onye ahụ nọ
n'ihe egwu igbutu-egbutu ma
tụba n'ime ọkụ.
22 N'ihi na [a]ebum-n'obi ebi-
ghi-ebi nile nke Onye-nwe ga-
aga n'iru, ruo mgbe a ga-emezu
nkwa ya nile.
23 Chọọ amụma nile nke
[a]Aịsaịa. Lee, enweghị m ike ide
ha. E, lee asị m unu, na ndị nsọ
ahụ nke gaworo n'iru m, ndị
nwereworo ala nke a, [b]ga-eti
mkpu, e, ọbụna site n'uzuzu
ka ha ga-etiku Onye-nwe; ma
dịka Onye-nwe na-adị ndụ ọ
ga-echeta ọgbụgba-ndụ ahụ
nke o meworo ya na ha.
24 Ma ọ matara [a]ekpere ha
nile, na ha bụ maka ụmụnne ha
ndị nwoke. Ma ọ matara okwu-
kwe ha, n'ihi na n'aha ya ka ha
nwere ike iwepụ [b]ugwu-ukwu
nile; ma n'aha ya ka ha nwere
ike ime ụwa ka ọ maa jijiji; ma
site n'ike nke okwu ya ka ha
mere [c]ụlọ-mkpọrọ nile ka ha

15*a* OznỌd. 4:5.
16*a* 2 Nif. 3:6–7, 11, 13–14.
*b* Aisa. 29:18; 2 Nif. 27:29.
17*a* Mọm 9:31, 33; Ita 12:23–28.
*b* 3 Nif. 29:5; Ita 4:8.
19*a* NAJS, Mat. 7:1–2; 3 Nif. 14:1–2; Moro. 7:14.
22*a* OznỌd. 3:3.
23*a* 3 Nif. 20:11; 23:1.
*b* Aisa. 29:4; 2 Nif. 3:19–20; 26:16.
24*a* Inọs 1:12–18; Mọm 9:36; OznỌd. 10:46.
*b* Jekọb 4:6; Hil. 10:9.
*c* Alma 14:27–29.

tụgharịa daa n'ala; e, ọbụna
oke ọkụ ahụ dị egwu enweghị
ike imerụ ha arụ, ọbụghị anụ-
ọhịa ma-ọbụ agwọ nile bu nsi,
n'ihi ike nke okwu ya.
25 Ma lee, [a]ekpere ha nile bụ
kwa maka onye ahụ nke Onye-
nwe ga-ekwe ka o wepụta ihe
ndị a.
26 Ma ọdịghị onye kwesịrị
ikwu na ha agaghị abịa, n'ihi
na n'ezi-okwu ha aghaghị abia,
n'ihi na Onye-nwe ekwuwo ya;
n'ihi na [a]site n'ala ka ha ga-
abịa, site n'aka nke Onye-nwe,
ma ọdịghị onye nwere ike
ịkwusị ya; ma ọ ga-abịa n'ụbọ-
chị nke a ga-asị na [b]ọrụ-ebube
nile adịghị kwa ọzọ; ma ọ ga-
abịa ọbụna dịka mmadụ ọ [c]ga-
esi na ndị nwụrụ-anwụ kwuo
okwu.
27 Ma ọ ga-abịa n'ụbọchị
mgbe [a]ọbara nke ndị-nsọ ga-
akpọkụ Onye-nwe, n'ihi [b]ntụ-
gwa nzuzo nile na ọrụ nile nke
ọchịchịrị.
28 E, ọ ga-abịa n'ụbọchị mgbe
a ga-agọnarị ike nke Chineke,
ma [a]nzukọ-nsọ nile ga-abụ ihe
e merụrụ emerụ ma ga-ebuli
onwe ha elu na mpako nke obi
ha nile; e, ọbụna n'ụbọchị mgbe
ndị ndu nile nke nzukọ-nsọ nile
na ndị nkuzi nile ga-ebili na
mpako nke obi ha nile, ọbụna
ruo na ntaji-anya nke ndị bụ ndị
nke nzukọ-nsọ ha nile.
29 E, ọ ga-abịa n'ụbọchị mgbe
[a]a ga-anụ maka ọkụ nile, na oke-
ikuku-mmiri nile, na [b]uzu nile
nke anwụrụ-ọkụ n'ala ndị mba
ọzọ nile;
30 Ma a ga-anụ kwa maka
[a]agha nile, asịrị nile nke agha
nile, na ala-ọma-jijiji nile n'ọtụ-
tụ ebe nile dị iche iche.
31 E, ọ ga-abịa n'ụbọchị mgbe
a ga-enwe nnukwu mmerụ nile
n'elu iru nke ụwa; a ga-enwe
igbu-mmadụ nile, na izu-ori, na
ikwu okwu-ụgha, na aghụghọ
nile, na akwụnakwụna nile, na
ụdị ihe arụ nile dị iche iche;
mgbe a ga-enwe ọtụtụ ndị ga-
asị, Mee nke a ma-ọbụ mee nke
ahụ, ma [a]ọdịghị ihe o mere, n'ihi
na Onye-nwe [b]ga-akwado ụdị
ahụ n'ụbọchị ikpe-azụ. Mana
ahụhụ ga-adịrị ụdị ndị ahụ,
n'ihi na ha nọ n'ime [c]olulu ilu
na agbụ nile nke ajọọ-omume.
32 E, ọ ga-abịa n'ụbọchị mgbe
a ga-enwe nzukọ-nsọ nile e wu-
litere ndị ga-asị: Bịakwute m,
ma n'ihi ego unu a ga-agbagha-
ra unu mmehie unu nile.
33 O unu ndị ọjọọ na ndị ndu-
hie na ndị na-akpọ-ekwe-nkụ,
gịnị mere unu ji wulitere onwe
unu nzukọ-nsọ nile inweta [a]uru?
Gịnị mere unu [b]gbanweworo

25*a* Mọm 5:21.
26*a* Aisa. 29:4;
2 Nif. 33:13.
*b* Mọm 9:15–26;
Moro. 7:27–29, 33–37.
*c* 2 Nif. 26:15–16;
Mọm 9:30;
Moro. 10:27.
27*a* Ita 8:22–24;
OznỌd. 87:6–7.
*b* NGAN Ntụgwa
Nzuzo nile.
28*a* 2 Tim. 3:1–7;
1 Nif. 14:9–10;
2 Nif. 28:3–32;
OznỌd. 33:4.
29*a* Joel 2:28–32;
2 Nif. 27:2–3.
*b* 1 Nif. 19:11;
OznỌd. 45:39–42.
30*a* Mat. 24:6;
1 Nif. 14:15–17.
31*a* 2 Nif. 28:21–22.
*b* 2 Nif. 28:8.
*c* Alma 41:11.
33*a* NGAN Ndị Nchụ-aja
Aghụghọ.
*b* 1 Nif. 13:26–29.

okwu nsọ nke Chineke, ka unu
wee wetara mkpụrụ-obi unu
[c]ọmụma-ikpe? Lee lekwasị nụ
anya na mkpughe nile nke
Chineke; n'ihi na lee, oge ahụ
na-abịa n'ụbọchị ahụ mgbe a
ga-emezu ihe ndị a nile.
34 Lee, Onye-nwe egosịwo
m nnukwu na ihe ịtụ-n'anya
nile gbasara ihe nke ga-abịarị-
rị na nso-nso, n'ụbọchị ahụ
mgbe ihe ndị a nile ga-abịaru
n'etiti unu.
35 Lee, ana m agwa unu
dịka a ga-asị na unu nọ n'ebe
a, ma unu anọghị ya. Mana
lee, Jisus Kraịst egosịwo m
unu, ma a matara m ihe unu
na-eme.
36 Ma a matara m na unu [a]na-
aga na mpako nke obi unu nile;
ma enweghị ndị ma ọbụghị ole
na ole nanị ndị na anaghị [b]ebuli
onwe ha elu na mpako nke obi
ha nile, ruo na oyiyi nke [c]ọma-
rịcha akwa-oyiyi, ruo na ntaji-
anya, na esem-okwu nile, na
echiche ọjọọ, na inye-nsogbu
nile, na ụdị ajọọ-omume nile di
iche iche; ma nzukọ-nsọ unu
nile, e, ọbụna nke ọbụla, eme-
ruwo ha n'ihi mpako nke obi
unu nile.
37 N'ihi na lee, unu hụrụ [a]ego
n'anya, na ihe onwunwe unu,
na ọmarịcha ihe oyiyi unu, na
ịchọ nzukọ-nsọ unu nile mma,
karịa ka unu siri hụ ndị ogbe-
nye na ndị mkpa-na-akpa, ndị
ọrịa na ndị a na-akpagbu-akpa-
gbu n'anya.
38 O unu ndị merụrụ-emerụ,
unu ndị iru-abụọ, unu ndị nku-
zi, ndị na ere onwe unu maka
ihe ahụ nke ga-añacha añacha,
gịnị mere unu jiworo merụọ
nzukọ-nsọ nke Chineke? Gịnị
mere [a]ihere ji na-eme unu iwe-
kwasị onwe unu aha nke Kraịst?
Gịnị mere unu anaghị eche na
uru nke añụrị agwụgh-agwụ dị
ukwu karịa ọnọdụ [b]ihuju-anya
nke na anaghị anwụ-anwụ—
n'ihi [c]otuto nke ụwa?
39 Gịnị mere unu na-eji ihe
nke na-enweghị ndụ na-achọ
onwe unu mma, ma unu na
ekwe ka ndị agụụ na-agụ, na
ndị mkpa-na-akpa, na ndị gba-
ọtọ, na ndị ọrịa na ndị a na-
akpagbụ-akpagbụ gafee n'akụ-
kụ unu, ma unu anaghị ahụ ha?
40 E, gịnị mere unu jiri n'ewu-
lite [a]ihe arụ nzuzo nile unu
inweta uru, ma mee ka ndịnyom
isikpe na-eru uju n'iru Onye-
nwe, na kwa ndị na-enweghị
nne na nna na eru-uju n'iru
Onye-nwe, na kwa ọbara nke
ndị nna ha na ndị di ha ịkpọku
Onye-nwe site n'ala, maka ịbọ-
ọbọ n'isi unu?
41 Lee, mma-agha nke ịbọ-ọbọ
kọrọ n'ofe isi unu; ma oge ahụ
na-abịa ọsọ-ọsọ mgbe ọ [a]ga-
abọso unu ọbọ nke ọbara nke
ndị nsọ ahụ. N'ihi na ọ gaghị
anagide kwa mkpọku ha ọzọ.

33*c* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
36*a* NGAN Jee-ije, Soro Chineke Jegharịa.
*b* Jekọb 2:13.
*c* Alma 5:53.
37*a* 2 Nif. 28:9–16.
38*a* Ndi Rom 1:16; 2 Tim. 1:8; 1 Nif. 8:25–28; Alma 46:21.
*b* Mosa. 3:25.
*c* 1 Nif. 13:9.
40*a* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
41*a* 1 Nif. 22:14.

## ISI 9

*Moronaị wee kpọkuo ndị nke na-ekweghị na Kraịst ka ha chegharịa — O wee kwupụta Chineke nke ọrụ-ebube nile, onye-na-enye mkpughe nile ma na-awụpụtakwasị ndị okwukwe onyinye nile na ihe iriba-ama nile — Ọrụ-ebube nile na-akwụsị n'ihi ekweghị-ekwe — ihe iriba-ama na-eso ndị nke kwere ekwe — A na-agba ndị mmadụ ume inwe amamihe na idebe iwu-nsọ nile ahụ. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua, ana m ekwu kwa gbasara ndị ahụ na-ekweghị na Kraịst.
2 Lee, unu ga-ekwere n'ụbọchị nke nleta unu — lee, mgbe Onye-nwe ga-abịa, e, ọbụna [a]nnukwu ụbọchị ahụ mgbe a ga-afụkọta [b]ụwa ọnụ dịka akwụkwọ afụkọtara afụkọta, ma ihe nile dị n'ime ya [c]ga-agbaze site n'oke ọkụ na-eresike, e, na nnukwu ụbọchị ahụ mgbe a ga-akpọta unu iguzo n'iru Nwa-atụrụ nke Chineke — mgbe ahụ unu ga-asị na ọdịghị Chineke dị?
3 Mgbe ahụ unu ga-aga n'iru na-agọnarị Kraịst ahụ, ma-ọbụ unu nwere ike ile Nwa-atụrụ nke Chineke ahụ? Unu nwere ike ibinyere ya na mmata nke ikpe-ọmụma nke mụọ unu nke ọma? Unu chere na unu ga-enwe añụrị ibinyere Onye nsọ ahụ, mgbe a tara mkpụrụ-obi unu ahụhụ na mmata nke ikpe-ọmụma nke mụọ na unu nọgidere n'ijehie iwu ya nile?
4 Lee, asị m unu na unu ga-anọ n'ọnọdụ nhuju-anya karịa n'ibinyere Chineke ahụ dị nsọ na onye ziri-ezi, n'ọmụma nke iru-inyi unu n'iru ya, karịa ka unu ga anọ ibinyere [a]mkpụrụ-obi nile ndị a mara ikpe [b]n'ala-mụọ.
5 N'ihi na lee, mgbe a ga-akpọta unu ịhụ [a]ịgba-ọtọ unu n'iru Chineke, na kwa ebube nke Chineke, na ịdị nsọ nke Jisus Kraịst, ọ ga amụnye-kwasị unu ire ọkụ na anaghị-ekwe-mmenyụ.
6 O mgbe ahụ unu ndị [a]na-anaghị ekwe ekwe, [b]tụgharịkwute nụ Onye-nwe; kpọkuo Nna nnukwu mkpọku n'aha nke Jisus, na mgbe ụfọdụ a ga-enweta unu [c]n'enweghị ntụpọ, ịdị-ọcha, ịma mma, na ọcha, ebe a sachaworo unu site n'ọbara nke [d]Nwa-atụrụ ahụ, na nnukwu na ụbọchị ikpe-azụ ahụ.
7 Ma ọzọ ana m agwa unu ndị [a]na-agọnarị mkpughe nile nke Chineke, ma sị na-ewezugawo ha, na enweghị mkpughe ọbụla dị, ma-ọbụ amụma nile, ma-ọbụ onyinye nile, ma-ọbụ ọgwụgwọ, ma-ọbụ ịkwu n'asụsụ nile, na [b]ịsụgharị asụsụ nile;

**9** 2*a* Mal. 4:5; 3 Nif. 28:31.
*b* Mọm 5:23; OznỌd. 63:20–21. NGAN Ụwa—Ọgwụgwụ nke Ụwa.
*c* Emọs 9:13; 3 Nif. 26:3.
4*a* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
*b* NGAN Ala-mụọ.
5*a* 2 Nif. 9:14.
6*a* NGAN Ekweghị-ekwe.
*b* Ezik. 18:23, 32; OznỌd. 98:47.
*c* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*d* NGAN Nwa-atụrụ nke Chineke.
7*a* 3 Nif. 29:6–7.
*b* 1 Ndị-Kọ 12:7–10; Ndep. Ok 1:7.

8 Lee asị m unu, onye nke na-agọnarị ihe ndị a amaghị [a]ozi-ọma nke Kraịst; e, ọ gụbeghị akwụkwọ-nsọ nile; ọbụrụ otu ahụ, ọ [b]ghọtaghị ha.

9 Ma ọ bụ na anyị anaghị agụ na Chineke bụ [a]otu ihe ahụ ụnyahụ, taa, na ruo mgbe nile, ma n'ime ya ọ dịghị mgbanwe dị ọbụghị ma enwere onyinyo nke ịgbanwe agbanwe?

10 Ma ugbua, ọbụrụ na unu echeliteworo onwe unu otu chi onye na-agbanwe agbanwe, na n'ime onye nke e nwere onyinyo nke ịgbanwe agbanwe, mgbe ahụ ka unu cheliteworo onwe unu otu chi onye na abụghị Chineke nke ọrụ-ebube nile.

11 Mana lee, aga m egosị unu otu Chineke nke ọrụ-ebube nile, ọbụna Chineke nke Abraham, na Chineke nke Aịsak, na Chineke nke Jekọb; ma ọ bụ otu [a]Chineke ahụ onye kere eluigwe nile na ụwa, na ihe nile nke dị n'ime ha.

12 Lee, o kere Adam, ma site na [a]Adam ka [b]ọdịda nke mmadụ siri bịa. Ma n'ihi ọ dịda nke mmadụ ahụ ka Jisus Kraịst jiri bịa, ọbụna Nna na Ọkpara; ma n'ihi Jisus Kraịst ka [c]mgbapụta nke mmadụ siri bịa.

13 Ma n'ihi mgbapụta nke mmadụ, nke sitere na Jisus Kraịst bịa, a na akpọghachị ha n'ebe Onye-nwe nọ; e, nke a bụ ụzọ nke esị n'agbapụta mmadụ nile, n'ihi na ọnwụ nke Kraịst na-eme ka [a]mbilite-n'ọnwụ mezuo, nke na-eweta na mmezu mgbapụta site [b]n'ụra agwụghagwụ, site n'ụra nke a ga-akpọte mmadụ nile site n'ike nke Chineke mgbe opi ga ada; ma ha ga-apụta, ma ndị nta ma ndị ukwu, ma ha nile ga eguzoro n'iru oche-ikpe ya, ebe a gbapụtara ha ma tọpụ ha site [c]n'agbụ ebighi-ebi nke ọnwụ a, ọnwụ nke bụ ọnwụ nke arụ.

14 Ma mgbe ahụ ka [a]ikpe nke Onye Nsọ ahụ ga-abịakwasị ha; ma mgbe ahụ ka oge ahụ ga-abịa mgbe onye nke [b]ruru inyị ga-anọgide n'iru inyi; ma onye nke bụ onye eziomume ga-anọgide kwa n'eziomume; onye nke nwere añụrị ga-anọgide kwa n'añụrị; ma onye nke na-enweghị añụrị ga-anọgide kwa na-enweghị añụrị.

15 Ma ugbua, O unu nile ndị cheliteworo nye onwe unu otu chi onye na [a]enweghị ike ime ọrụ-ebube nile, aga m ajụ unu, ihe nile ndị a ha a gafewo, nke m kwuworo maka ha? Nsọtụ ahụ ọ bịawo? Lee asị m unu, E-e; ma Chineke akwusịbeghị ịbụ Chineke nke ọrụ-ebube nile.

16 Lee, ihe nile nke Chineke

8*a* NGAN Ozi-ọma.
*b* Mat. 22:29.
9*a* Ndị-Hib 13:8; 1 Nif. 10:18–19; Alma 7:20; Moro. 8:18; OznỌd. 20:12.
11*a* Jen. 1:1; Mosa. 4:2; OznỌd. 76:20–24. NGAN Jisus Kraịst.
12*a* Mosa. 3:26.
*b* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*c* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
13*a* Hil. 14:15–18.
*b* OznỌd. 43:18.
*c* OznỌd. 138:16.
14*a* NGAN Ikpe nke Ikpe-azụ.
*b* Alma 7:21; OznỌd. 88:35.
15*a* Moro. 7:35–37; OznỌd. 35:8. NGAN Ọrụ Ebube.

meworo ha atụghị unu n'anya? E, onye nwere ike ịghọta [a]ọrụ ịtụ n'anya nile nke Chineke?
17 Onye ga-asị na ọ bụghị ọrụ-ebube na site [a]n'okwu ya elu-igwe na ụwa ga-adị; na site n'ike nke okwu ya e [b]kere mmadụ site [c]n'uzuzu nke aja; na site n'ike nke okwu ya ka e meworo ọrụ-ebube nile?
18 Ma onye ga-asị na Jisus Kraịst emeghị ọtụtụ nnukwu [a]ọrụ-ebube nile? Ma e nwere ọtụtụ nnukwu ọrụ-ebube nile e jiri aka nile nke ndị-ozi mee.
19 Ma ọbụrụ na e nwere [a]ọrụ-ebube nile e mere mgbe ahụ, gịnị mere Chineke jiri kwusị ịbụ Chineke nke ọrụ-ebube nile ma na-abụ kwa Onye na anaghị agbanwe agbanwe? Ma lee, asị m unu ọ naghị agbanwe agbanwe; ọbụrụ otu ahụ ọ ga-akwụsị ịbụ Chineke; mana ọ kwụsịghị ịbụ Chineke, ma-ọbụ Chineke nke ọrụ-ebube nile.
20 Ma ihe mere o jiri kwusị ime [a]ọrụ-ebube nile n'etiti ụmụ nke mmadụ bụ n'ihi na ha na-ala-azụ n'ihi ekweghị-ekwe, ma pụọ site n'ezigbo ụzọ, ma ha amaghị Chineke n'ime onye nke ha [b]ga-atụkwasị obi.
21 Lee, asị m unu na onye ọbụla nke kwere na Kraịst, na-enweghị obi abụọ n'ihe ọbụla, [a]ihe ọbụla ọ ga-arịọ Nna n'aha nke Kraịst a ga-enye ya ihe ahụ; ma nkwa nke a dịrị mmadụ nile, ọbụna ruo na nsọtụ nile nke ụwa.
22 N'ihi na lee, otu a ka Jisus Kraịst, Ọkpara nke Chineke gwara ndị na-eso-ụzọ ya ndị ga-anọdụ, e, na kwa gwa ndị na-eso-ụzọ ya nile, na ọnụnụ nke igwe-mmadụ ahụ: [a]Gaa nụ n'ime ụwa nile, ma kwusaa ozi-ọma ahụ nye ihe ọbụla e kere eke;
23 Ma onye nke kwere ma e mee ya baptism a ga-azọpụta ya, mana onye nke na-ekweghị a [a]ga-ama ya ikpe.
24 Ma [a]ihe iriba-ama ndị a ga-eso ndị nke kwere ekwe— n'aha m ka ha ga-achụpụ [b]mụọ-ọjọọ nile; ha ga-eji ire ọhụrụ kwuo okwu; ha ga-ewelite agwọ nile; ma ọbụrụ na ha ñụọ ihe ọbụla na egbu-mmadụ ọ gaghị emerụ ha arụ; ha ga-ebịkwasị ndị ọrịa [c]aka ma ha ga-enweta arụ-ike ọzọ;
25 Ma onye ọbụla nke ga-ekwere n'aha m, na enweghị obi abụọ n'ihe ọbụla, ya ka m [a]ga-akwadoro okwu m nile, ọbụna nye nsọtụ nile nke ụwa.
26 Ma ugbua, lee, onye nwere ike iguzo imegide ọrụ nile nke Onye-nwe? [a]Onye nwere ike

16*a* Abụọma 40:5; OznỌd. 76:114; Moses 1:3–5.
17*a* Jekọb 4:9.
*b* NGAN Kee, Okike.
*c* Jen. 2:7; Mosa. 2:25.
18*a* Jọn 6:14.
19*a* OznỌd. 63:7–10.
20*a* Ndikp. 6:11–13; Ita 12:12–18; Moro. 7:35–37.
*b* NGAN Ntụkwasị-obi.
21*a* Mat. 21:22; 3 Nif. 18:20.
22*a* Mak. 16:15–16. NGAN Ọrụ Mgbasa Ozi-ọma.
23*a* NGAN Ọmụma Ikpe Ọkụ Ala-mụọ.
24*a* Mak. 16:17–18. NGAN Iriba-ama.
*b* Ọlndoz. 16:16–18.
*c* NGAN Nlekọta ndị Nrịrịa.
25*a* NGAN Mkpughe; Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
26*a* 3 Nif. 29:4–7.

ịgọnarị ihe nile o kwuru? Onye
ga-ebilite imegide ike kacha ike
nile nke Onye-nwe? Onye ga-
elelị ọrụ nile nke Onye-nwe?
Onye ga-elelị ụmụ nke Kraịst?
Lee, unu nile ndị [b]na-elelị
ọrụ nile nke Onye-nwe, n'ihi
na unu ga-echegide echiche ma
laa n'iyi.
27 O mgbe ahụ elelịkwala,
ma echekwala echiche kama
ñaa-ntị n'okwu nile nke Onye-
nwe, ma rịọ Nna n'aha nke
Jisus maka ihe ọbụla nke unu
ga-achọ. Enwela obi-abụọ, kama
na-ekwere, ma malite dịka n'oge
mgbe ochie nile, ma [a]bịakwute
Onye-nwe jiri [b]obi unu nile, ma
[c]rụpụta nzọpụta nke unu jiri
egwu na ịma jijiji n'iru ya.
28 [a]Mara ihe n'ụbọchị nile
nke mnwale unu, wezuga onwe
unu na adịghị ọcha nile;
arịọla, ka unu wee mefuo ya
[b]n'ọchịchọ-nke-anụ-arụ unu
nile, kama jiri nụ ịgbasi ike nke
akwaa-akwụrụ rịọ, ka unu
ghara ịdanye n'ọnwụnwa, kama
na unu ga-efe [c]Chineke nke
ezi-okwu dị ndụ.
29 Hụ na [a]emeghị unu baptism
n'ezughị-oke; hụ na unu eketa-
ghị-oke n'oriri-nsọ nke Kraịst
[b]n'ezughị-oke; kama hụ na unu
mere ihe nile [c]n'itozu-oke, ma
mee ya n'aha nke Jisus Kraịst,
Ọkpara nke Chineke dị ndụ; ma
ọbụrụ na unu mee nke a, ma
anọgide ruo ọgwụgwụ, agaghị
achụpụ unu ma ọlị.
30 Lee, ana m agwa unu
okwu dịka m na [a]ekwu site na
ndị nwụrụ-anwụ; n'ihi na a
matara m na unu ga-anata okwu
m nile.
31 Amala m ikpe n'ihi [a]ezughị-
oke m, ma-ọbụ nna m, n'ihi
ezughị-oke ya, ma-ọbụ ndị nke
deworo tutu ya edee; kama nye
Chineke ekele na o mewo ka
ezughị-oke anyị nile pụta ìhè
nye unu, ka unu wee mụta ịma
ihe karịa ka anyị maworo.
32 Ma ugbua, lee, anyị edewo
akụkọ-ndekọta nke a dịka anyị
siri mụta, na mkpụrụ-akwụkwọ
nile nke a na-akpọ n'etiti anyị,
[a]aka-akwụkwọ-ndị-Ijipt e dezi-
gharịrị edezịgharị, ebe e nyeda-
tara ya ma gbanwe ya site n'aka
anyị, dịka ụdị ikwu okwu anyị
siri dị.
33 Ma ọbụrụ na epekele anyị
nile buwororịị ibu dịka o siri
kwesi anyị gaara ede n'asụsụ
ndị Hibru, mana nke ndị Hibru
ahụ anyị agbanwewo kwa ha;
ma ọbụrụ na anyị nwererịị
ike dee n'asụsụ ndị Hibru, lee,
unu agaraghị enwe ezughị-oke
n'akụkọ-ndekọta anyị.
34 Mana Onye-nwe matara ihe
ndị nke anyị deworo, ma kwa
na ọdịghị ndị ọzọ matara asụsụ

26*b* Ilu 13:13.
27*a* Moro. 10:30–32.
*b* Josh. 22:5; OznỌd. 64:22, 34. NGAN Obi.
*c* Ndị-Fil. 2:12.
28*a* Jekọb 6:12.
*b* NGAN Ọchịchọ nke Anụ Arụ.
*c* Alma 5:13.
29*a* NGAN Baptism, Mee Baptism—Ntozu-oke nile maka baptism.
*b* 1 Ndị-Kọ 11:27–30; 3 Nif. 18:28–32.
*c* NGAN Itozu-oke, Ntozu-oke.
30*a* Mọm 8:26; Moro. 10:27.
31*a* Mọm 8:17; Ita 12:22–28, 35.
32*a* 1 Nif. 1:2; Mosa. 1:4.

anyị; ma n'ihi na ọdịghị ndị ọzọ
matara asụsụ anyị, ya mere
ọ kwadowo [a]ụzọ maka nsụgha-
rị ya.
35 Ma ihe ndị a e dere ha
ka anyị wee wezuga uwe-mwụ-
da anyị nile n'ọbara nke ụmụn-
ne anyị ndị laworo-azụ n'ihi
[a]ekweghị ekwe.
36 Ma lee, ihe ndị a nke anyị
[a]chọworo gbasara ụmụnne anyị,
e, ọbụna ịkpọghachị ha na
mmata nke Kraịst, bụ dịka ekpe-
re nile nke ndị nsọ nile ndị
biworo n'ala ahụ siri dị.
37 Ma ka Onye-nwe Jisus
Kraịst mee ka e wee zaa ekpere
ha nile dịka okwukwe ha siri
dị; ma ka Chineke Nna cheta
ọgbụgba-ndụ ahụ nke o mewo-
ro ya na ụlọ nke Israel; ma ka
o wee gọzie ha ruo mgbe nile,
site n'okwukwe n'aha nke Jisus
Kraịst. Amen.

# Akwụkwọ nke Ita

*Akụkọ-ndekọta nke ndị Jared, e wetara site n'epekele iri abụọ na anọ ahụ ndị nke Lịmhaị chọtara n'ụbọchị nile nke eze Mosaịa.*

## ISI 1

*Moronaị wee dee na nke-nke ihe odide nile nke Ita—Akụkọ-agbụrụ Ita e depụtara ya—Asụsụ nke ndị Jared agwakọtaghị ya n'ụlọ-elu tọwa nke Babel—Onye-nwe kwere nkwa iduru ha n'ala nke a họọrọ ma mee ha nnukwu mba.*

MA ugbua mụ, [a]Moronaị,
na a ga n'iru inye nkọwasị
maka ndị ahụ biiri mgbe ochie
ndị [b]aka nke Onye-nwe bibiri
n'elu iru nke mba ebe elu-elu a.
2 Ma ana m ewere nkọwasị m
site [a]n'epekele iri abụọ na anọ
ahụ nke ndị nke Lịmhaị chọtara,
nke a na-akpọ Akwụkwọ nke Ita.
3 Ma ebe m chere na akụkụ
mbụ nke akụkọ-ndekọta nke
a, nke na-ekwu gbasara okike
nke ụwa, na kwa maka Adam,
na nkọwasị nke sitere n'oge
ahụ ọbụna ruo na nnukwu
[a]ụlọ-elu tọwa ahụ, na ihe ọbụla
nile mere n'etiti ụmụ nke
mmadụ ruo oge ahụ, e ji ya
n'etiti ndị Juu—
4 Ya mere anaghị m ede ihe
ndị ahụ nke mere site n'ụbọchị
nile nke [a]Adam ruo oge ahụ;
mana e nwere ha n'elu epekele
ahụ nile; ma onye ọbụla chọtara
ha, otu onye ahụ ga-enwe ike ka
o wee nweta nkọwasị ahụ n'uju.
5 Mana lee, anaghị m enye
nkọwasị ahụ n'uju; kama otu

34*a* Mosa. 8:13–18; Ita 3:23, 28; OznỌd. 17:1.
35*a* 2 Nif. 26:15.
36*a* Mọm 8:24–26; OznỌd. 10:46–49.

[ịta]
1 1*a* ngan Moronaị Nwanwoke nke Mọmọn.
*b* Mọm 5:23; OznỌd. 87:6–7.
2*a* Alma 37:21; Ita 15:33.
3*a* Omnai 1:22; Mosa. 28:17; Hil. 6:28.
4*a* nb Na-ekpuchi otu oge ahụ dịka Jenesis isi nile nke 1–10.

akụkụ nkọwasị ahụ ka m na-
enye, site n'ụlọ-elu tọwa gbada
ruo mgbe e bibiri ha.
6 Ma n'ụdị a ka m na-enye
nkọwasị ahụ. Onye nke dere
akụkọ-ndekọta a bụ [a]Ita, ma
ọ bụụrụ onye agbụrụ nke
Korianto.
7 Korianto bụụrụ nwa-nwoke
nke Morọn.
8 Ma Morọn bụụrụ nwa-nwo-
ke nke Item.
9 Ma Item bụụrụ nwa-nwoke
nke Aha.
10 Ma Aha bụụrụ nwa-nwoke
nke Set.
11 Ma Set bụụrụ nwa-nwoke
nke Shịblọn.
12 Ma Shịblọn bụụrụ nwa-
nwoke nke Kom.
13 Ma Kom bụụrụ nwa-nwoke
nke Koriantọm.
14 Ma Koriantọm bụụrụ nwa-
nwoke nke Amnịgada.
15 Ma Amnịgada bụụrụ nwa-
nwoke nke Erọn.
16 Ma Erọn bụụrụ onye si n'a-
gbụrụ nke Het, onye bụụrụ
nwa-nwoke nke Hịatọm.
17 Ma Hịatọm bụụrụ nwa-
nwoke nke Lịb.
18 Ma Lịb bụụrụ nwa-nwoke
nke Kịsh.
19 Ma Kịsh bụụrụ nwa-nwoke
nke Korọm.
20 Ma Korọm bụụrụ nwa-
nwoke nke Livaị.
21 Ma Livaị bụụrụ nwa-nwo-
ke nke Kịm.
22 Ma Kịm bụụrụ nwa-nwoke
nke Moriantọn.
23 Ma Moriantọn bụụrụ onye
si n'agbụrụ nke Rịplekịsh.
24 Ma Rịplekịsh bụụrụ nwa-
nwoke nke Shez.
25 Ma Shez bụụrụ nwa-nwoke
nke Het.
26 Ma Het bụụrụ nwa-nwoke
nke Kom.
27 Ma Kom bụụrụ nwa-nwoke
nke Koriantọm.
28 Ma Koriantọm bụụrụ nwa-
nwoke nke Ima.
29 Ma Ima bụụrụ nwa-nwoke
nke Oma.
30 Ma Oma bụụrụ nwa-nwoke
nke Shul.
31 Ma Shul bụụrụ nwa-nwoke
nke Kịb.
32 Ma Kịb bụụrụ nwa-nwoke
nke Oraịha, onye bụụrụ nwa-
nwoke nke Jared;
33 [a]Jared onye nke ya na nwan-
ne ya nwoke na ezi na ụlọ ha
soro bịa, ha na ụfọdụ ndị ọzọ na
ezi na ụlọ ha nile, site na nnu-
kwu ụlọ-elu tọwa ahụ, n'oge
ahụ Onye-nwe [b]gwakọtara asụ-
sụ nke ndị ahụ, ma ñụọ iyi
n'oke iwe ya na a ga-ekposasị
ha n'elu [c]iru nile nke ụwa; ma
dịka okwu nke Onye-nwe siri
dị, ndị ahụ ekposasịrị ha.
34 Ma [a]nwanne-nwoke nke
Jared ebe ọ bụ onye gbara di-
mkpa na nwoke dị ike, na nwo-
ke Onye-nwe gosịrị iru-ọma dị
elu nke ukwuu, Jared, nwanne
ya nwoke, gwara ya: Kpọkuo
Onye-nwe, ka ọ ghara ịgbagwo-
jụ anyị anya ka anyị wee ghara
ịghọta okwu anyị nile.
35 Ma o wee ruo na nwanne-
nwoke nke Jared kpọkuru Onye-
nwe, ma Onye-nwe nwere
ọmiko n'arụ Jared; ya mere ọ

6*a* Ita 12:2; 15:34.
33*a* ngan Jared.
*b* Jen. 11:6–9.
*c* Mosa. 28:17.
34*a* ngan Jared, Nwanne Nwoke nke.

gwakọtaghị asụsụ nke Jared; ma Jared na nwanne ya nwoke enweghị mgbagwọju-anya.

36 Mgbe ahụ Jared sịrị nwanne ya nwoke: Kpọkuo Onye-nwe ọzọ, ma o nwere ike ịbụ na ọ ga-atụgharị iwe ya site n'ebe ndị bụ ndị enyi anyị nọ, ka ọ ghara ịgwakọta asụsụ ha.

37 Ma o wee ruo na nwanne nwoke nke Jared kpọkuru Onye-nwe, ma Onye-nwe nwere ọmiko n'arụ ndị enyi ha nile na kwa ezi na ụlọ ha, nke mere na ha enweghị mgbagwọju-anya.

38 Ma o wee ruo na Jared gwara nwanne ya nwoke okwu ọzọ, na-asị: Gaa ma jụta Onye-nwe ma ọ ga-achụpụ anyị site n'ala ahụ, ma ọbụrụ na ọ ga-achụpụ anyị site n'ala ahụ, kpọkuo ya ebe anyị ga-aga. Ma onye matara ma ọbụghị Onye-nwe ga-akpọga anyị n'ala nke bụ nke a [a]họọrọ karịa nke ụwa nile? Ma ọbụrụ otu ahụ, ka anyị kwesịntụkwasị-obi nye Onye-nwe, ka anyị wee nata ya maka ihe nketa anyị.

39 Ma o wee ruo na nwanne-nwoke nke Jared kpọkuru Onye-nwe dịka ihe ahụ nke e kwuworo site n'ọnụ nke Jared siri dị.

40 Ma o wee ruo na Onye-nwe nụrụ olu nke nwanne-nwoke nke Jared, ma nwee ọmiko n'arụ ya, ma sị ya:

41 Gaa ma kpọkọta igwe-anụ unu, ma oke ma nwunye, n'ụdị ọbụla, na kwa nke mkpụrụ-akụkụ nke ala ụdị ọbụla; na [a]ezi na ụlọ unu nile; na kwa Jared nwanne gị nwoke na ezi na ụlọ ya; na kwa [b]ndị enyi gị na ezi na ụlọ ha nile, ma ndị enyi nke Jared na ezi na ụlọ ha nile.

42 Ma mgbe unu meworo nke a ị ga [a]eburu ha ụzọ gbada n'ime ndagwurugwu ahụ nke di n'elu-elu. Ma n'ebe ahụ ka m ga-ezute gị, ma aga m [b]eburu gị ụzọ gaba n'ala nke bụ nke a [c]họọrọ karịa ala nile nke ụwa.

43 Ma n'ebe ahụ ka m ga-agọzi gị na mkpụrụ-afọ gị, ma zulitere onwe m site na mkpụrụ-afọ gị, na site na mkpụrụ-afọ nke nwanne gị nwoke, na ndị nke ga-eso gị gaa, nnukwu mba. Ma agaghị enwe nke dị nnukwu karịa mba ahụ nke m ga-ewulitere onwe m site na mkpụrụ-afọ gị, n'elu iru nile nke ụwa. Ma otu a ka m ga-emere gị n'ihi na ogologo oge a unu akpọkuwo m.

## ISI 2

*Ndị Jared wee kwado maka njem ịga ala e kwere na nkwa — Ọ bụ ala a họọrọ n'elu nke ndị mmadụ ga ejere Kraịst ozi ma-ọbụ a zachapụ ha — Onye-nwe wee gwa nwanne-nwoke nke Jared okwu oge awa atọ — Ndị Jared wee wuo ụgbọ-mmiri — Onye-nwe wee gwa nwanne-nwoke nke Jared ka ọ tụpụta otu a ga esị tinye ìhè n'ụgbọ-mmiri ndị ahụ.*

Ma o wee ruo na Jared na nwanne ya nwoke na ezi na ụlọ ha nile, na kwa ndị enyi nile

38*a* ngan Ala e Kwere na Nkwa.
41*a* Ita 6:20.
*b* Ita 6:16.
42*a* 1 Nif. 2:1–2; Abr. 2:3.
*b* OznỌd. 84:88.
*c* 1 Nif. 13:30.

nke Jared na nwanne ya nwoke na ndị enyi ha nile, gbadara na ndagwurugwu ahụ nke dị n'elu-elu, (ma aha ndagwurugwu ahụ bụụrụ [a]Nịmrọd, ebe akpọsoro ya aha nke dike ọchụ-nta ahụ) ha na igwe-anụ ha ndị nke ha kpọkọtaworo ọnụ, oke na nne, n'ụdị ọbụla.

2 Ma ha si kwara ọnya na ijide anụ-ufe nile nke ikuku; ma ha kwadokwara ụgbọ mmiri, n'ime nke ha buuru azụ nke mmiri nile ahụ tinyere onwe ha.

3 Ma ha buuru kwara tinyere onwe ha deseret, nke, site na nsụgharị-okwu, bụ añụ mmanụ-añụ; ma otu a ha buuru tinyere onwe ha ibi-añụ nile, na ụdị ihe ahụ nile dị iche iche nke dị n'elu iru nke ala ahụ, mkpụrụ-akụkụ n'ụdị ọbụla.

4 Ma o wee ruo na mgbe ha gbadataworo n'ime ndagwurugwu nke Nịmrọd, Onye-nwe gbadatara ma kwuo okwu ya na nwanne-nwoke nke Jared; ma ọ nọrọ n'ime [a]igwe-ojii, ma nwanne-nwoke nke Jared ahụghị ya.

5 Ma o wee ruo na Onye-nwe nyere ha iwu-nsọ ka ha gaba n'ime ọzara ahụ, e, n'ime akụkụ ahụ ebe mmadụ na-agatụbeghị mbụ. Ma o wee ruo na Onye-nwe duru ha gaa, ma ya na ha kparịtara ụka dịka ọ na-eguzoro [a]n'igwe ojii, ma nye ntụzi-aka nile ebe ha ga-aga njem.

6 Ma o wee ruo na ha gara njem n'ọzara ahụ, ma wuo ụgbọ mmiri nile n'ime nke ha gafere ọtụtụ mmiri, ebe aka Onye-nwe na-eduzi ha ụzọ esepụghị-aka.

7 Ma Onye-nwe ekweghị na ha ga-akwụsị ma agafee oke osimiri ahụ di n'ọzara ahụ, kama ọ ga-achọ ka ha bịaruo ọbụna [a]n'ala nke e kwere na nkwa, nke bụ nke a họọrọ karịa ala ndị ọzọ, nke Onye-nwe Chineke chekwaworo maka ndị ezi-omume.

8 Ma ọ ñụworo nwanne-nwoke nke Jared iyi n'iwe ya, na onye ọbụla ga-enwere ala nke a e kwere na nkwa, site n'oge ahụ gaa n'iru ma ruo mgbe nile, ga [a]ejere ya ozi, nanị otu Chineke nke ezi-okwu, ma-ọbụ ma a [b]ga-azachapụ ha mgbe uju nke iwe ya ga-abịakwasị ha.

9 Ma ugbua, anyị nwere ike ịhụ iwu ọkụ nile nke Chineke gbasara ala nke a, na ọ bụ ala nke e kwere-na-nkwa; ma mba ọbụla ga-enwere ya ga-ejere Chineke ozi, ma-ọbụ a ga azachapụ ha mgbe uju nke iwe ya ga-abịakwasị ha. Ma uju nke iwe ya na-abịakwasị ha mgbe ha chara n'ajọọ-omume.

10 N'ihi na lee, nke a bụ ala nke a họọrọ karịa ala ndị ọzọ; ya mere onye nke na enwere ya ga-ejere Chineke ozi ma-ọbụ a ga azachapụ ya; n'ihi na ọ bụ iwu ọkụ mgbe nile na-adigide ahụ nke Chineke. Ma ọ gaghị adị ruo mgbe [a]uju nke

**2** 1*a* Jen. 10:8.
4*a* Ọnọgụ. 11:25; OznỌd. 34:7–9; A—JS 1:68.
5*a* Ọpụ. 13:21–22.
7*a* 1 Nif. 4:14. NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
8*a* Ita 13:2.
*b* Jarọm 1:3, 10; Alma 37:28; Ita 9:20.
10*a* 2 Nif. 28:16.

ajọọ-omume n'etiti ụmụ nke ala
ahụ, ka a [b]ga-azachapụ ha.
11 Ma nke a na-abịakwute
unu, O unu [a]ndị Jentaịlụ, ka
unu wee mata iwu-ọkụ nile nke
Chineke—ka unu wee chegha-
rịa, ma ghara igan'iru n'ajọọ-
omume nile unu ruo mgbe uju
ahụ ga-abịa, ka unu wee ghara
iwedata uju nke iwe nke
Chineke ahụ n'aru unu dịka ndị
biri n'ala ahụ meworo oge mbụ.
12 Lee, nke a bụ ala a họọrọ
ahọrọ, ma mba ọbụla ga-enwe-
re ya [a]ga-enwere onwe ha site
n'ịbụ-oru, na site na ndọkpụ
n'agha, na site na mba nile ọzọ
dị n'okpuru elu-igwe, ma ọbụ-
rụ nanị na ha [b]ga-ejere Chineke
nke ala ahụ ozi, onye bụ Jisus
Kraịst, onye e meworo ka ọ pụta
ìhè site n'ihe nile nke anyị
deworo.
13 Ma ugbua a na m a ga n'iru
n'akụkọ-ndekọta m; n'ihi na lee,
o wee ruo na Onye-nwe kpọtara
Jared na ụmụnne ya ndị nwoke
rute ọbụna na nnukwu oke osi-
miri ahụ nke kewara ala nile
ahụ. Ma ka ha bịaruru oke osi-
miri ahụ ha rụnyere ụlọ-ikwụụ
ha nile; ma ha kpọrọ aha ebe
ahụ Moriankumọ, ma ha biri
n'ime ụlọ ikwuu nile, ma biri
n'ime ụlọ ikwuu nile n'elu ikpe-
re-mmiri n'ohere nke afọ anọ.
14 Ma o wee ruo mgbe afọ
anọ gwụsịrị na Onye-nwe bịa-
kwutekwara nwanne-nwoke nke
Jared ọzọ, ma guzoro n'igwe-ojii
ma kwurịta ụka ya na ya. Ma
n'ohere nke oge awa atọ ka
Onye-nwe na nwanne-nwoke
nke Jared kwurịtara ụka, ma
[a]taa ya ahụhụ n'ihi na o chetaghị
[b]ịkpọku aha nke Onye-nwe.
15 Ma nwanne-nwoke nke
Jared chegharịrị site n'ihe ọjọọ
nke o meworo, ma kpọkuo aha
nke Onye-nwe maka ụmụnne
ya ndị nwoke ndị ya na ha nọ.
Ma Onye-nwe sịrị ya: Aga m
agbaghara gị na ụmụnne gị ndị
nwoke mmehie ha nile; mana ị
gaghị emekwa mmehie ọzọ,
n'ihi na ị ga-echeta na [a]Mụọ m
agaghị [b]anọnyere mmadụ oge
nile; ya mere, ọbụrụ na ị ga-eme
mmehie ruo mgbe unu chazuru,
a ga-ebepụ unu site n'ebe Onye-
nwe nọ. Ma ndị a bụ echiche m
nile banyere ala ahụ nke m ga-
enye unu maka ihe nketa unu;
n'ihi na ọ ga-abụ ala a [c]họọrọ
karịa ala ndị ọzọ.
16 Ma Onye-nwe sịrị: Gaa ọrụ
ma wuo, n'ụdị nke ụgbọ-mmiri
nke unu wuworo mbụ. Ma o
wee ruo na nwanne-nwoke nke
Jared gara ịrụ ọrụ, na kwa
ụmụnne ya ndị nwoke, ma wuo
ụgbọ-mmiri nile n'ụdị nke ha
wuworo rịị dịka [a]nkuzi nile nke
Onye-nwe siri dị. Ma ha dị nta-
kịrị, ma ha dị mfe n'elu mmiri
ahụ, ọbụna dịka ịdị-mfe nke anụ-
ufe n'elu mmiri.
17 Ma e wuru ha n'ụdị nke ha
[a]siri ike karịa, ọbụna na ha ga-
ejide mmiri dịka efere na-ejide;

10*b* 1 Nif. 17:37–38.
11*a* 2 Nif. 28:32.
12*a* NGAN Ntọhapụ.
*b* Aisa. 60:12.
14*a* NGAN Taa-Ahụhụ, Na-ata Ahụhụ.
*b* NGAN Ekpere.
15*a* Ita 15:19.
*b* Jen. 6:3; 2 Nif. 26:11; Mọm 5:16.
*c* Ita 9:20.
16*a* 1 Nif. 17:50–51.
17*a* Ita 6:7.

íkè ya siri ike dịka efere; ma akụkụ ya nile siri ike dịka efere si na-esi ike; ma isi ha nile pịrịọnụ; ma elu ya siri ike dịka efere; ma ogologo ya bụ ogologo nke osisi; ma ụzọ ya, mgbe e mechịrị ya, siri ike dịka efere.
18 Ma o wee ruo na nwanne-nwoke nke Jared kpọkuru Onye-nwe, na-asị: O Onye-nwe, arụwo m ọrụ nke i nyeworo m n'iwu, ma emewo m ụgbọ-mmiri ndị ahụ dịka i siri tụziere m aka.
19 Ma lee, O Onye-nwe, n'ime ha ọdịghị ìhè dị; olee ebe anyị ga-anyala? Na kwa anyị ga-ala n'iyi, n'ihi na n'ime ha anyị enweghị ike iku-ume, ma ọbụghị ikuku nke dị n'ime ha; ya mere anyị ga-ala-n'iyi.
20 Ma Onye-nwe gwara nwanne-nwoke nke Jared: Lee, ị ga-emeghe oghere n'elu ya, na kwa n'íkè ya; ma mgbe unu ga-ata ahụhụ maka ikuku ị ga-emeghe oghere ahụ ma nata ikuku. Ma ọbụrụ na mmiri ahụ ga-abata kwute unu, lee, unu ga-akwụchi oghere ahụ, ka unu wee ghara ịla n'iyi n'ime ide-mmiri.
21 Ma o wee ruo na nwanne-nwoke nke Jared mere otu ahụ, dịka Onye-nwe nyeworo n'iwu.
22 Ma o kpọkukwara Onye-nwe ọzọ na-asị: O Onye-nwe, lee emewo m ọbụna dịka ị nyeworo m iwu; ma akwadowo m ụgbọ nile ahụ maka ndị m, ma lee enweghị ìhè dị n'ime ha. Lee, O Onye-nwe, ị ga-ekwe ka anyị gafee nnukwu mmiri nke a n'ọchịchịrị?
23 Ma Onye-nwe siri nwanne-nwoke nke Jared: Gịnị ka ị chọrọ ka m mee ka i wee nwee ìhè n'ụgbọ unu nile? N'ihi na lee, unu enweghị ike inwe ọnụ-ụzọ nta nile, n'ihi na ha ga-akụpịa mpekere-mpekere: ọbụghị ma unu ga-ewere ọkụ, n'ihi na unu agaghị eji ìhè nke ọkụ wee gaa.
24 N'ihi na lee, unu ga-adị ka nnukwu anụ-mmiri dịka azụ n'etiti oke osimiri ahụ; n'ihi na ugwu-ukwu nke mfegharị mmiri ahụ ga-akụgide unu. Otu o sila dị aga m ekulite kwa unu ọzọ site n'omimi nile nke oke ọsimiri ahụ; n'ihi na [a]ikuku nile ahụ apụwo site n'ọnụ m, ma [b]mmiri ozuzo nile ahụ na ide-mmiri nile ahụ kwa ka m zitaworo.
25 Ma lee, ana m akwado unu megide ihe ndị a; n'ihi na unu enweghị ike ịgafe nnukwu omimi a ma ọbụghị na m kwadoro unu megide mfegharị-mmiri nile nke oke osimiri, na ikuku nile nke gapụworo, na ide-mmiri nile nke ga-abịa. Ya mere gịnị ka unu chọrọ ka m kwadoro unu ka unu wee nwe ìhè mgbe e lomiri unu n'omimi nile nke oke osimiri ahụ?

## ISI 3

*Nwanne-nwoke nke Jared wee hụ mkpịsị-aka nke Onye-nwe ka ọ na-emetụ okwute iri na isii aka—Kraịst wee gosị nwanne-nwoke nke Jared arụ mụọ ya—ndị nke nwere mmata ihe zuru-oke*

24*a* Ita 6:5. *b* Abụọma 148:8.

*agaghị egbochi ha site n'ime akwa*
*mgbochị ahụ—Ndị na-asụgharị*
*asụsụ ka a kwadobere ha iwepụta*
*akụkọ-ndekọta ndị Jared n'ìhè.*

MA o wee ruo na nwanne-nwo-
ke nke Jared, (ugbua ọnụ-ọgụgụ
nke ụgbọ nile ahụ a kwadowo-
ro di asatọ) garuru n'ugwu ahụ,
nke ha kpọrọ ugwu Shilem,
n'ihi ogologo ya nke karịrị aka-
rị, ma gbazepụta site na nkume
ntakịrị okwute iri na isii; ma ha
dịịrị ọcha ma pụta ìhè, ọbụna
dịka enyo na-ahụ-ụzọ; ma o
buuru ha n'aka ya abụọ n'elu
ugwu ahụ, ma kpọkuo Onye-
nwe ọzọ, na-asị:
2 O Onye-nwe, i sịwo na ide-
mmiri ga agba anyị gburu-gbu-
ru. Ugbua lee, O Onye-nwe, ma
ewesola nwa-oru gị iwe n'ihi
adịghị ike ya n'iru gị; n'ihi na
anyị matara na ị dị nsọ ma biri
n'elu-igwe nile, ma na anyị
ezughị-oke n'iru gị; n'ihi [a]ọdịda,
[b]ụdị-okike anyị nile abụrụwo
ihe ọjọọ esepụghị-aka; otu o sila
dị, O Onye-nwe, inyewo anyị
iwu-nsọ na anyị ga-akpọkurịrị
gị, na site n'aka gị anyị ga-ana-
ta dịka ọchịchọ anyị nile siri dị.
3 Lee, O Onye-nwe, i tiwo
anyị ihe otiti n'ihi ajọọ-omume
anyị, ma i dugharịwo anyị, na
n'ime ọtụtụ afọ nile ndị a anyị
anọwo n'ime ọzara; otu o sila
dị, ị nọ [a]na-emere anyị ebere.
O Onye-nwe, lekwasị m anya
n'obi ebere, ma wepụ iwe gị
site n'ebe ndị nke gị a nọ, ma
ekwelaa na ha ga-aga n'iru
gafee omimi oke-iwe nke a
n'ọchịchịrị; kama lee ihe ndị a
nke m gbazepụtaworo site na
nkume ahụ.
4 Ma amatara m, O Onye-nwe,
na ị nwere [a]ike nile, ma ị ga-
eme ihe ọbụla ịchọrọ maka ọ
dị-mma nke mmadụ; ya mere
metụ okwute ndị a aka, O
Onye-nwe, jiri mkpịsị-aka gị,
ma kwado ha ka ha wee nye ìhè
n'ọchịchịrị; ma ha ga na-enye
anyị ìhè n'ụgbọ nile ahụ nke
anyị kwadoworo, ka anyị wee
nwe ìhè mgbe anyị ga na-agafe
oke osimiri ahụ.
5 Lee, O Onye-nwe, ị nwere
ike ime nke a. Anyị matara na i
nwere ike igosịpụta nnukwu ike,
nke [a]dị ntakịrị n'ile-anya nye
nghọta nke mmadụ.
6 Ma o wee ruo na mgbe nwan-
ne-nwoke nke Jared kwuworo
okwu nile ndị a, lee, [a]Onye-nwe
setịpụrụ aka ya ma jiri mkpịsị-
aka ya metụ okwute nile ahụ
aka n'otu n'otu. Ma e wepụrụ
[b]akwa-mgbochi ahụ site n'anya
abụọ nke nwanne-nwoke nke
Jared, ma ọ hụrụ mkpịsị-aka nke
Onye-nwe; ma ọ dị ka mkpịsị-
aka nke mmadụ, dịka n'anụ-arụ
na ọbara; ma nwanne-nwoke
nke Jared dara n'ala n'iru Onye-
nwe, n'ihi na egwu jidere ya.
7 Ma Onye-nwe hụrụ na
nwanne-nwoke nke Jared ada-
wo n'ala; ma Onye-nwe sịrị ya:
Bilie, gịnị mere I jiri daa?
8 Ma o gwara Onye-nwe:
Ahụrụ m mkpịsị-aka nke Onye-
nwe, ma egwu tụrụ m eleghị-

**3** 2*a* NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*b* Mosa. 3:19.
3*a* Ita 1:34–43.
4*a* NGAN Ike.
5*a* Aisa. 55:8–9; 1 Nif. 16:29.
6*a* NGAN Jisus Kraịst.
*b* Ita 12:19, 21.

anya ọ ga eti m, n’ihi na amataghị m na Onye-nwe nwere anụ-arụ na ọbara.

9 Ma Onye-nwe sịrị ya: N’ihi okwukwe gị ịhụwo na m ga-ewekwasị onwe m [a]anụ-arụ na ọbara; ma ọdịbeghị mgbe ọbụla mmadụ jiri ụdị okwukwe karịrị akarị dị otu a bịa n’iru m dịka ị meworo; n’ihi na ọbụrụ na ọdịghị otu a ị garaghị enwe ike ịhụ mkpịsị-aka m. I hụrụ nke karịrị nke a?

10 Ma o zara: E-e; Onye-nwe, gosị m onwe gị.

11 Ma Onye-nwe sịrị ya: Ị ga-ekwe n’okwu nile nke m ga-ekwu?

12 Ma ọ zara: E, Onye-nwe, a matara m na i na-ekwu ezi-okwu, n’ihi na ị bụ Chineke nke ezi-okwu, ma ị [a]nweghị ike ikwu okwu ụgha.

13 Ma mgbe o kwuworo okwu nile ndị a, lee, Onye-nwe gosịrị ya [a]onwe ya, ma sị: [b]N’ihi na ị matara ihe ndị a agbapụtara gị site n’ọdịda ahụ; ya mere a na-akpọghachị gị n’ime ebe m nọ; ya mere [c]egosị m gị onwe m.

14 Lee, abụ m onye ahụ a kwadoro site na ntọ-ala nke ụwa [a]ịgbapụta ndị m. Lee, abụ m Jisus Kraịst. Abụ m [b]Nna na Ọkpara ahụ. N’ime m ka mmadụ nile ga-enwe [c]ndụ, ma nke ahụ ebighi-ebi ọbụna ndị ga-ekwe n’aha m; ma ha ga-abụ ụmụ m [d]ndị nwoke na ndị nwanyị.

15 Ma ọdịbeghị mgbe ọbụla m gosịrị onwe m nye mmadụ m keworo, n’ihi na ọdịbeghị mgbe mmadụ [a]kwere na m dịka i meworo. I hụwo na e kere gị [b]n’oyiyi nke m? E, ọbụna mmadụ nile e kere ha na mmalite n’oyiyi nke m.

16 Lee, arụ nke a, nke ị na ahụ ugbua, bụ arụ nke [a]mụọ m; ma mmadụ ka m keworo n’oyiyi nke arụ nke mụọ m; ma ọbụna dịka m gosipụtara gị ịnọ na mụọ ka m ga-egosịpụtara ndị m n’anụ arụ.

17 Ma ugbua, dịka mụ, Moronaị, kwuru na-agaghị m eme nkọwasị zuru-ezu maka ihe ndị a nke e dere, ya mere o zuworo m ikwu na Jisus gosịrị nwoke nke a onwe ya n’ime mụọ, ọbụna n’ụdị na oyiyi nke otu arụ ahụ ọbụna dịka o [a]gosịrị ndị Nifaị onwe ya.

18 Ma ọ kụziiri ya ọbụna dịka o siri kụziere ndị Nifaị; ma ihe nile a, ka nwoke a wee mata na ọ bụ Chineke, n’ihi ọtụtụ nnukwu ọrụ nile nke Onye-nwe gosịworo ya.

19 Ma n’ihi mmata nke nwoke a enweghị ike idebe ya site n’ịhụ n’ime [a]akwa-mgbọchị ahụ; ma ọ hụrụ mkpịsị-aka nke Jisus, nke, mgbe ọ hụrụ ya, ọ dara

9*a* NGAN Anụ Arụ; Jisus Kraịst; Ịnwụ Anwụ, Na-anwụ Anwụ.
12*a* Ndị-Hib 6:18.
13*a* OznỌd. 67:10–11.
*b* Inọs 1:6–8.
*c* NGAN Jisus Kraịst—Ọdịdị nke Kraịst tutu anụ arụ.
14*a* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta; Onye-mgbapụta.
*b* Mosa. 15:1–4.
*c* Mosa. 16:9.
*d* NGAN Ụmụ Ndịkom na Ụmụ Ndịnyom nke Chineke.
15*a* NGAN Kwere, Nkwenye.
*b* Jen. 1:26–27; Mosa. 7:27; OznỌd. 20:17–18.
16*a* NGAN Mụọ.
17*a* 3 Nif. 11:8–10.
19*a* NGAN Akwa Mgbochi.

n'ịtụ-egwu; n'ihi na ọ matara na
ọ bụ mkpịsị-aka nke Onye-nwe;
ma o nweghị kwa okwukwe
ọzọ, n'ihi na ọ matara, ọdịghị
ihe o nwere obi abụọ.
20 Ya mere, ebe o nwere mmata
nke Chineke a zuru-oke, enwe-
ghị ike [a]ịwepụ ya site n'ime
akwa-mgbọchị ahụ; ya mere ọ
hụrụ Jisus; ma ọ kuziiri ya ihe.
21 Ma o wee ruo na Onye-
nwe gwara nwanne-nwoke nke
Jared: Lee, ị gaghị ekwe ka ihe
ndị a nke ị hụworo ma nụ ka ha
gaba n'ime ụwa, ruo mgbe [a]oge
ruru na m ga-enye aha m otuto
n'anụ-arụ; ya mere, ị ga-edo-
kwalite ihe ndị nke ị hụworo
ma nụ, ma egosịkwala ya onye
ọbụla.
22 Ma lee, mgbe unu ga-abịa-
kwute m, ị ga-ede ha ma ị ga-
arachilite ha, nke ga-eme na
ọdịghị onye ga-enwe ike ịsụ-
gharị asụsụ ha, n'ihi na ị ga-ede
ha n'asụsụ nke a na enweghị
ike ịgụ ha.
23 Ma lee, [a]okwute abụọ ndị a
ka m ga-enye gị, ma ị ga arachị
kwa ha ha na ihe nile nke ị
ga-ede.
24 N'ihi na lee, asụsụ nke i
ga-ede agwakọtawo m ya; ya
mere aga m eme mgbe oge nke
m ruru na okwute ndị a ga-eme
ka ihe nile ndị ị ga-ede buo-ibu
n'anya nke ndị mmadụ.
25 Ma mgbe Onye-nwe kwu-
woro okwu nile ndị a, o gosịrị
nwanne-nwoke nke Jared [a]ndị
nile biworo n'ụwa, na kwa ndị
nile ga-ebi; ma o gbochibidoghị
ha site n'anya ya, ọbụna nye
nsọtụ nile nke ụwa.
26 N'ihi na ọ gwawo ya n'oge
gara aga, na [a]ọbụrụ na ọ ga e
[b]kwere na ya na ya ga-egosị ya
[c]ihe nile—ya ka a ga-egosị ya,
ya mere Onye-nwe enweghị ike
ijichi ihe ọbụla site n'ebe ọ nọ,
n'ihi na ọ matara na Onye-nwe
nwere ike igosị ya ihe nile.
27 Ma Onye-nwe sịrị ya: Dee
ihe ndị a ma [a]rachilite ha: ma
aga m egosị ha ụmụ nke mmadụ
mgbe oge nke m ruru.
28 Ma o wee ruo na Onye-nwe
nyere ya iwu ka ọ rachilite
[a]okwute abụọ ndị ahụ nke ọ na-
taworo, ma egosịla ha, ruo mgbe
Onye-nwe ga-egosị ha nye ụmụ
nke mmadụ.

## ISI 4

*E nyere Moronaị iwu ịrachilite ihe odide nile nke nwanne-nwoke nke Jared—Agaghị ekpughe ha ruo mgbe ndị mmadụ nwere okwukwe ọbụna dịka nwanne-nwoke nke Jared—Kraịst wee nye ndị mmadụ iwu ikwere okwu ya nile na nke ndị na-eso-ụzọ ya—E nyere ndị mmadụ iwu icheghari, ikwere ozi-ọma ahụ, ma a zọpụta ha.*

MA Onye-nwe nyere nwanne-
nwoke nke Jared iwu ịgbada
pụọ site n'ugwu ahụ puo n'iru
nke Onye-nwe ma [a]dee ihe nile

20*a* Ita 12:19–21.
21*a* Ita 4:1.
23*a* NGAN Urim na Tumim.
25*a* Moses 1:8.
26*a* Ita 3:11–13.
*b* NGAN Kwere, Nkwenye.
*c* Ita 4:4.
27*a* 2 Nif. 27:6–8.
28*a* OznỌd. 17:1.
**4** 1*a* Ita 12:24.
NGAN Akwụkwọ-nsọ nile.

ndị nke ọ hụworo; Ma a jụrụ na
ọ ga-apụta ruo n'aka ụmụ nke
mmadụ [b]ruo mgbe e bulisịwo-
ro ya n'elu obe, ma n'ihi ihe nke
a ka eze Mosaịa jiri debe ha, ka
ha wee ghara ịbịakwute ụwa
ruo mgbe Kraịst ga-egosị ndị ya
onwe ya.
2 Ma mgbe Kraịst gosịworo
ndị ya onwe ya n'ezie o nyere
iwu na a ga-eme ka ha pụta ìhè.
3 Ma ugbua, mgbe ha lasịwo-
ro azụ n'ihi ekweghị-ekwe; ma
ọdịghị onye ọbụla ma ọbụghị
ndị nke Leman, ma ha ajụwo
ozi-ọma nke Kraịst ahụ; ya mere
e nyere m iwu na m [a]ga-ezolite
kwa ha ọzọ n'ime ala.
4 Lee, edewo m n'elu epekele
ndị a otu ihe ndị ahụ nke nwan-
ne-nwoke nke Jared hụrụ; ma
ọdịghị mgbe e nwere ihe ndị dị
uukwu karịa e mere ka ha pụta
ihe karịa ndị nke ahụ e mere ka
ha pụta ìhè nye nwanne-nwoke
nke Jared.
5 Ya mere Onye-nwe enyewo
m iwu ide ha; ma edewo m
ha. Ma o nyere m iwu na m [a]ga-
arachilite ha; Ma o nyewo kwa
m iwu na m ga-arachilite nsụ-
gharị-asụsụ dị na ya; ya mere
arachilitewo m [b]ọsụgharị-asụ-
sụ nile, dịka iwu-nsọ nke Onye-
nwe siri dị.
6 N'ihi na Onye-nwe sịrị m:
Ha agaghị agakwuru ndị Jentaị-
lụ ruo ụbọchị nke ha ga-eche-
gharị site n'ajọọ-omume ha, ma
dịzie ọcha n'iru Onye-nwe.
7 Ma n'ụbọchị ahụ nke ha ga-
egosị okwukwe na m, ka Onye-
nwe kwuru, ọbụna dịka nwan-
ne-nwoke nke Jared mere, ka e
wee [a]sachaa ha n'ime m, mgbe
ahụ ka m ga-eme ka ihe nile nke
nwanne-nwoke nke Jared hụrụ
pụta ìhè, ọbụna ruo na n'ịsa-
ghere ha mkpughe m nile, ka
Jisus Kraịst Ọkpara nke Chineke
kwuru, [b]Nna nke elu-igwe nile
na nke ụwa, na ihe nile nke dị
n'ime ha.
8 Ma onye nke [a]ga-adọ ndọrọ-
ndọrọ megide okwu nke Onye-
nwe, ka a bụọ ya ọnụ, ma onye
nke [b]ga-agọnarị ihe ndị a, ka
a bụọ ya ọnụ; n'ihi na-agaghị
m egosị ha [c]ihe ndị dịkarịrị
ukwuu, ka Jisus Kraịst kwuru,
n'ihi na abụ m onye na-ekwu.
9 Ma n'iwu m, elu-igwe nile
na emeghe ma na [a]emechi; ma
n'okwu m [b]ụwa ga-ama jijiji; ma
n'iwu m ndị nile bi n'ime ya ga-
agafe, ọbụna otu ahụ dịka e jiri
ọkụ.
10 Ma onye nke na-ekweghị
okwu m nile ekweghị na ndị-
na-eso-ụzọ m; ma ọbụrụ na m
ekwughị-okwu, kpee nu ikpe,
n'ihi na unu ga-amata na ọ bụ
m na-ekwu, [a]n'ụbọchị ikpe-azụ.
11 Mana onye nke [a]kwere ihe
nile nke m kwụworo, ya ka m
ga-eleta jiri mpụta-ìhè nile nke

1*b* Ita 3:21.
3*a* Mọm 8:14.
5*a* Ita 5:1.
*b* OznỌd. 17:1; A—JS 1:52. NGAN Urim na Tumim.
7*a* NGAN Ido-nsọ.
*b* Mosa. 3:8.
8*a* 3 Nif. 29:5–6; Mọm 8:17.
*b* 2 Nif. 27:14; 28:29–30.
*c* Alma 12:10–11; 3 Nif. 26:9–10.
9*a* 1 Ndez. 8:35; OznỌd. 77:8.
*b* Hil. 12:8–18; Mọm 5:23.
10*a* 2 Nif. 33:10–15.
11*a* OznỌd. 5:16.

Mụọ m, ma ọ ga-amata ma gbaa
ama. Maka na n'ihi Mụọ m ọ
[b]ga-amata na ihe ndị a bụ [c]ezi-
okwu; n'ihi na ọ na-agba ndị
mmadụ ume ime ihe ọma.
12 Ma ihe ọbụla gbara ndị
mmadụ ume ime ihe ọma bụ
nke si na m; n'ihi na [a]ihe ọma
anaghị esị n'onye ọbụla bịa ma
ọ bụghị na ọ bụ site na m, Abụ
m otu onye ahụ nke na-edu ndị
mmadụ ime ihe ọma nile, onye
nke na [b]agaghị e kwere okwu m
nile agaghị e kwere ihe m kwu-
ru — na abụ m; ma onye ọbụla
nke na-agaghị e kwere n'ihe m
kwuru agaghị e kwere ihe Nna
onye zitara m kwuru. N'ihi na
lee, abụ m Nna ahụ, abụ m [c]ìhè
ahụ, na [d]ndụ ahụ, na ezi-okwu
nke ụwa ahụ.
13 [a]Bịakwute m, O unu ndị
Jentaịlụ, ma aga m egosị unu ihe
ndị ka ukwuu, mmata ihe nke
ezolitere n'ihi ekweghị-ekwe.
14 Bịakwute m, O unu ụlọ nke
Israel, ma aga-eme ka ọ [a]pụta
ịhe nye unu otu ihe nile Nna
ahụ doziworo nye unu siri dị
ukwuu, site na ntọ-ala nke ụwa;
ma ọ bịarutebeghị unu, n'ihi
ekweghị ekwe.
15 Lee, mgbe unu ga-adọka
uwe-mgbọchị nke ekweghị-
ekwe ahụ nke na eme ka unu
nọgide n'ọnọdụ dị egwu nke
ajọọ-omume unu, na obi ike, na
ikpu-isi nke echiche, mgbe ahụ
ka nnukwu na ihe ịtụ-n'anya
nile nke e [a]zonarịworo unu site
na ntọ-ala nke ụwa — e, mgbe
unu ga-akpọkụ Nna ahụ n'aha
m, jiri obi tiwara etiwa na mụọ
nke obi-ncheghari̇, mgbe ahụ ka
unu ga-amata na Nna ahụ eche-
tawo ọgbụgba-ndụ nke o mere
nye ndị nna unu, O ụlọ nke
Israel.
16 Ma mgbe ahụ ka [a]mkpughe
nile nke m meworo ka nwa-oru
m Jọn dee ka a ga-asaghe ya
n'anya nile nke ndị ahụ nile.
Cheta, mgbe unu hụrụ ihe ndị
a, unu ga-amata na oge ahụ
adịwo nso mgbe a ga-eme ka ha
pụta ìhè n'ezie, n'ezie.
17 Ya mere, [a]mgbe unu ga-ana-
ta akụkọ-ndekọta nke a unu ga-
amata na ọrụ nke Nna ahụ ama-
litewo n'elu iru nile nke ala ahụ.
18 Ya mere, [a]chegharịa unu
nsọtụ nile nke ụwa, ma bịakwu-
te m, ma kwere n'ozi-ọma m, ma
ka e [b]mee unu baptism n'aha m;
n'ihi na onye nke kwere ma e
mee ya baptism a ga-azọpụta
ya; mana onye nke na-ekwere-
ghị a ga-ama ya ikpe; ma [c]ihe
iriba-ama nile ga-eso ndị nke
kwere n'aha m.
19 Ma ngọzi na adịrị onye
nke e nwetara n'inwe [a]okwukwe

11*b* NGAN Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
*c* Ita 5:3–4; Moro. 10:4–5.
12*a* Alma 5:40; Moro. 7:16–17.
*b* 3 Nif. 28:34.
*c* NGAN Ìhè, Ìhè nke Kraịst.
*d* Jọn 8:12; Alma 38:9.
13*a* 3 Nif. 12:2–3.
14*a* OznỌd. 121:26–29.
15*a* 2 Nif. 27:10.
16*a* Mkpu. 1:1; 1 Nif. 14:18–27.
17*a* 3 Nif. 21:1–9, 28.
18*a* 3 Nif. 27:20; Moro. 7:34.
*b* Jọn 3:3–5. NGAN Baptism, Mee Baptism—Ọdị mkpa.
*c* NGAN Onyinye nile nke Mụọ.
19*a* Mosa. 2:41; OznỌd. 6:13. NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.

n'aha m n'ụbọchị ikpe-azụ, n'ihi na a ga-ebuli ya elu ibi n'ala-eze ahụ a kwadoro nye ya [b]site na ntọ-ala nke ụwa. Ma lee ọ bụ m bụ onye kwuworo ya. Amen.

## ISI 5

*Ndị aka-ebe atọ na ọrụ ahụ n'onwe ya ga eguzoro dịka ịgba-ama nke ezi-okwu nke Akwụkwọ nke Mọmọn.*

Ma ugbua mụ, Moronaị, edewo okwu nile nke enyere m n'iwu, dịka m siri cheta; ma agwawo m unu ihe ndị nke m [a]rachiworo; ya mere emetula ha aka ka unu wee sụgharịa-asụsụ; n'ihi na ihe ahụ egbochiri unu ime ya, ma ọbụghị mgbe oge ahụ ruru ọ ga-abụ amamihe n'ime Chineke.
2 Ma lee, unu ga-enwe ohere ka unu wee gosị epekele nile ahụ nye [a]ndị nke ga-enye aka iwepụta ọrụ nke a;
3 Ma [a]mmadụ atọ ka a ga-egosị ya site n'ike nke Chineke; ya mere ha ga [b]amata n'ezi-okwu na ihe ndị a bụ [c]ezi-okwu.
4 Ma n'ọnụ nke [a]ndị aka-ebe atọ ka a ga ehiwe ihe ndị a; ma ịgba-ama nke mmadụ atọ, na ọrụ nke a, n'ime nke a ga-egosịpụta ike nke Chineke na kwa okwu ya, ndị nke Nna ahụ, na Ọkpara ahụ, na Mụọ Nsọ gbara ama maka ha — ma ihe ndị a nile ga eguzo dịka ịgba-ama megide ụwa n'ụbọchị ikpe-azụ.
5 Ma ọbụrụ na ha chegharịa ma [a]bịakwute Nna ahụ n'aha nke Jisus, a ga-anabata ha n'ime ala-eze nke Chineke.
6 Ma ugbua, ọbụrụ na enweghị m ikike maka ihe ndị a, kpee nụ, n'ihi na unu ga-amata na enwere m ikike mgbe unu ga-ahụ m, ma anyị ga-eguzo n'iru Chineke n'ụbọchị ikpe-azụ. Amen.

## ISI 6

*Ụgbọ-mmiri nile nke ndị Jared ikuku nile nyagara ha n'ala nke e kwere na nkwa — Ndị ahụ wee too Onye-nwe maka ịdị-mma ya — E mere Oraịha eze na-achị ha — Jared na nwanne ya nwoke wee nwụọ.*

Ma ugbua mụ, Moronaị, naaga n'iru inye akụkọ-ndekọta nke Jared na nwanne ya nwoke.
2 N'ihi na o wee ruo mgbe Onye-nwe kwadosịworo [a]okwute nile ahụ nke nwanne-nwoke nke Jared buliteworo n'ime ugwu ahụ, nwanne-nwoke nke Jared gbadatara site n'ugwu ahụ, ma o webara okwute nile ahụ n'ime ụgbọ-mmiri ndị ahụ a kwadoro, otu n'ime nsọtụ nke ọbụla; ma lee, ha nyere ìhè n'ụgbọ-mmiri nile ahụ.

19*b* 2 Nif. 9:18.
**5** 1*a* 2 Nif. 27:7–8, 21; Ita 4:4–7.
2*a* 2 Nif. 27:12–14; OznỌd. 5:9–15.
3*a* 2 Nif. 11:3; 27:12.
*b* OznỌd. 5:25.
*c* Ita 4:11.
4*a* Hu OznỌd. 17 mmalite isi okwu nkeji ya na ama-okwu nile nke 1–3 hụ kwa Ịgba-ama, nke ndị Aka-ebe Mmadụ Atọ nke di n'ime ibe akwụkwọ nile nke mbụ nke Akwụkwọ nke Mọmọn.
5*a* Mọm 9:27; Moro. 10:30–32.
**6** 2*a* Ita 3:3–6.

3 Ma otu a Onye-nwe mere okwute nile ka ha nye ìhè n'ọchịchịrị, inye ndị nwoke, ndịnyom, na ụmụ, ìhè, ka ha wee ghara ịgafe nnukwu mmiri nile ahụ n'ọchịchịrị.

4 Ma o wee ruo na mgbe ha kwadoworo ụdị nri nile, nke ga-eme ka ha nwee ike dị ndụ n'elu mmiri ahụ, na kwa nri maka igwe-anụ na igwe-anụmanụ ha, na maka ụdị anụ-ọhịa na anụmanụ ma-ọbụ anụ-ufe ọbụla nke ha ga-ebu gaa — ma o wee ruo na mgbe ha meworo ihe ndị a nile ha banyere n'ime ụgbọ-mmiri nile ma-ọbụ ụgbọ-njem ha nile, ma gawa n'ime oke osimiri ahụ na-etinye onwe ha n'aka Onye-nwe Chineke ha.

5 Ma o wee ruo na Onye-nwe Chineke mere ka enwe [a]oke ikuku ga-efekwasị n'elu mmiri ahụ nile, chee iru n'ala nke e-kwere-na-nkwa; ma otu a ka a tụgharịrị ha n'elu mfegharị mmiri nile nke osimiri ahụ n'iru ikuku ahụ.

6 Ma o wee ruo na ha e liri ha ọtụtụ oge n'ime omimi nile nke oke osimiri ahụ, n'ihi ugwu-ukwu nke mfegharị mmiri nile nke bịakwasịrị ha, na kwa nnukwu na oke ikuku mmiri nile dị egwu nke ịdị-egwu nke ikuku ahụ kpatara.

7 Ma o wee ruo na mgbe e liri ha n'ime omimi ahụ, onweghị mmiri ọbụla nke nwere ike imerụ ha arụ, ebe ụgbọ-mmiri ha nile [a]siri ike dịka efere, na kwa ha siri ike dịka [b]ụgbọ nke Noa; ya mere mgbe ọtụtụ mmiri gbara ha gburu-gburu ha kpọkuru Onye-nwe, ma o welite kwara ha ọzọ n'elu mmiri nile ahụ.

8 Ma o wee ruo na ikuku ahụ adịghị mgbe ọbụla ọ kwụsịrị ife chee iru n'ala ahụ e kwere-na-nkwa mgbe ha nọ n'elu mmiri nile ahụ; ma otu a ka a nyagara ha n'iru ikụkụ ahụ.

9 Ma ha [a]bụrụ abụ otuto nye Onye-nwe, e, nwanne-nwoke nke Jared bụrụ abụ otuto nye Onye-nwe, ma o [b]kelere ma too Onye-nwe ogologo ụbọchị ahụ nile; ma mgbe abalị bịara, ha akwụsịghị ito Onye-nwe.

10 Ma otu a ka anyagharịrị ha; ma ọdịghị ajọọ-anụmanụ nke osimiri nwere ike ịkụwa ha, ma-ọbụ nnukwu-anụ mmiri dị ka azụ nke nwere ike imebi ha; ma ha nwere ìhè esepụghị-aka, ma ọ bụ n'elu mmiri ahụ ma-ọbụ n'okpuru mmiri ahụ.

11 Ma otu a ka a nyagharịrị ha, narị ụbọchị atọ na iri anọ na anọ n'elu mmiri ahụ.

12 Ma ha kwụsịrị n'elu ikpere-mmiri nke ala ahụ e kwere na nkwa. Ma mgbe ha zọgideworo ụkwụ ha n'elu ikpere-mmiri nile nke ala ahụ e kwere na nkwa ha kpọrọ isi ala n'elu iru nke ala ahụ, na mere onwe ha umeala n'iru Onye-nwe, ma bepụta anya-mmiri nke ọñụ n'iru Onye-nwe, n'ihi igwe nke ebere ya nile dị nro n'arụ ha.

13 Ma o wee ruo na ha

5*a* Ita 2:24–25.
7*a* Ita 2:17.
*b* Jen. 6:14; Moses 7:43.
9*a* ngan Ịbụ Abụ.
*b* 1 Ihem. 16:7–9; Alma 37:37; OznỌd. 46:32.

gaghariri̩ n'elu iru nke ala ahu̩, ma malite i̩ko̩ ala ahu̩.
14 Ma Jared nwere u̩mu̩-nwoke ano̩; ma a kpo̩ro̩ ha Jeko̩m, na Gi̩lga, na Maha, na Orai̩ha.
15 Ma nwanne-nwoke nke Jared mu̩takwara u̩mu̩-nwoke na u̩mu̩-nwanyi̩.
16 Ma [a]ndi̩ enyi nile nke Jared na nwanne ya nwoke nke o̩nu̩-o̩gu̩gu̩ ha bu̩ ihe di̩ka mkpu̩ru̩-obi iri abu̩o̩ na abu̩o̩; ma ha mu̩kwara u̩mu̩-nwoke na u̩mu̩-nwanyi̩ tutu ha eruo n'ala ahu̩ e kwere na nkwa; ma ya mere ha malitere i̩di̩ o̩tu̩tu̩.
17 Ma a ku̩ziiri ha [a]i̩ga ije n'obi umeala n'iru Onye-nwe; ma a [b]ku̩zi̩kwaara ha ihe site n'elu.
18 Ma o wee ruo na ha malitere i̩gbasasi̩ n'elu iru nke ala ahu̩, na i̩mu̩ba na i̩ko̩ ala ahu̩; ma ha gbasiri ike n'ala ahu̩.
19 Ma nwanne-nwoke Jared malitere i̩ka nka, ma hu̩ na ya ga-agbada ri̩ri̩ n'ala ili na nsonso; ya mere o̩ gwara Jared: Ka anyi̩ kpo̩ko̩ta ndi̩ nke anyi̩ ka anyi̩ wee gu̩o̩ ha o̩nu̩, ka anyi̩ mata site n'aka ha ihe ha ga-acho̩ n'aka anyi̩ tutu anyi̩ agbada n'ala ili anyi̩.
20 Ma otu o̩ kwesi̩ri̩ a kpo̩ko̩tara ndi̩ ahu̩ o̩nu̩. Ugbua o̩nu̩-o̩gu̩gu̩ u̩mu̩-nwoke nile na u̩mu̩-nwanyi̩ nile nke nwanne-nwoke nke Jared di̩ mkpu̩ru̩-obi iri abu̩o̩ na abu̩o̩; ma o̩nu̩-o̩gu̩gu̩ nke u̩mu̩-nwoke nile na u̩mu̩-nwanyi̩ nile nke Jared di̩ iri na abu̩o̩, ebe o nwere u̩mu̩-nwoke ano̩.
21 Ma o wee ruo na ha gu̩ru̩ ndi̩ ha o̩nu̩; ma mgbe ha gu̩chaworo ha o̩nu̩, ha cho̩ro̩ n'aka ha ihe ndi̩ nke ha cho̩ro̩ ka ha mee tutu ha agbada n'ili ha nile.
22 Ma o wee ruo na ndi̩ ahu̩ cho̩ro̩ n'aka ha ka ha [a]tee otu nwa ha nwoke mmanu̩ ka o̩ bu̩ru̩ eze na-achi̩ ha.
23 Ma ugbua lee, nke a na ewute ha. Ma nwanne-nwoke nke Jared si̩ri̩ ya: N'ezie ihe nke a [a]na-eduba n'ibu-oru.
24 Mana Jared gwara nwanne ya nwoke: Kwere ka ha nwee eze. Ma ya mere o̩ si̩ri̩ ha: Ho̩pu̩ta nu̩ site n'etiti u̩mu̩ anyi̩ ndi̩ nwoke otu eze, o̩bu̩na onye unu cho̩ro̩.
25 Ma o wee ruo na ha ho̩tara o̩bu̩na nwa-mbu̩ nke nwanne-nwoke nke Jared; ma aha ya bu̩u̩ru̩ Pegag. Ma o wee ruo na o̩ ju̩ru̩ ma o̩ cho̩ghi̩ i̩bu̩ eze ha. Ma ndi̩ ahu̩ cho̩ro̩ ka nna ya manye ya, mana nna ya acho̩ghi̩; ma o nyere ha iwu na ha ekwesi̩ghi̩ i̩manye onye o̩bu̩la i̩bu̩ eze ha.
26 Ma o wee ruo na ha ho̩o̩ro̩ u̩mu̩nne-nwoke nile nke Pegag, ma ha acho̩ghi̩.
27 Ma o wee ruo na o̩bu̩ghi̩ ma u̩mu̩-nwoke nile nke Jared ha cho̩ro̩, o̩bu̩na ha nile ma o̩bu̩ghi̩ nani̩ otu; ma Orai̩ha e tere ya mmanu̩ i̩bu̩ eze na-achi̩ ndi̩ ahu̩.
28 Ma o̩ malitere i̩chi̩, ma ndi̩ ahu̩ malitere ime nke-o̩ma; ma ha bara o̩garanya kari̩a.
29 Ma o wee ruo na Jared

16*a* Ita 1:41.
17*a* ngan Jee-ije, Soro Chineke Jeghari̩a.
*b* ngan Mkpughe.
22*a* ngan Ite Mmanu̩.
23*a* 1 Sam. 8:10–18; Mosa. 29:16–23.

nwụrụ, na kwa nwanne ya nwoke.

30 Ma o wee ruo na Oraịha gara ije n'umeala n'iru Onye-nwe, ma chetara ụdị nnukwu ihe nile nke Onye-nwe meworo nna ya, ma kwa kụziere ndị ya ụdị nnukwu ihe nile Onye-nwe meworo ndị nna ha.

## ISI 7

*Oraịha wee chịa n'ezi-omume—N'etiti mpụrụ-ọchịchị na esemokwu, ala-eze ndị na-azọ ọchịchị nke Shul na Koho e hiwere ha—Ndị-amụma wee maa ajọọ-omume na ife-arụsị nke ndị ahụ ikpe, ndị chegharịrị mgbe ahụ.*

MA o wee ruo na Oraịha jiri ezi-omume kpee-ikpe n'ala ahụ ụbọchị ya nile, onye nke ụbọchị ya dị ọtụtụ.

2 Ma ọ mụtara ụmụ-nwoke na ụmụ-nwanyị; e, ọ mụtara iri atọ na otu, n'etiti ndị e nwere ụmụ-nwoke iri abụọ na atọ.

3 Ma o wee ruo na ọ mụtakwara Kịb na nka ya. Ma o wee ruo na Kịb chịrị n'ọnọdụ ya; ma Kịb mụtara Koriho.

4 Ma mgbe Koriho gbara iri afọ atọ na abụọ o nupụrụ-isi megide nna ya, ma gafee ma biri n'ala nke Niho; ma ọ mụtara ụmụ-nwoke na ụmụ-nwanyị, ma ha mara mma karịa; ya mere Koriho dọkpụpụrụ ọtụtụ ndị sooro ya.

5 Ma mgbe ọ kpọkọtaworo ndị-agha ọ gbagolitere n'ala nke Morọn ebe eze ahụ biiri, ma dọkpụrụ ya n'agha, nke wetara na mmezu [a]okwu nke nwanne-nwoke nke Jared kwuru na a ga-akpọbata ha n'ịbụ-oru.

6 Ugbua ala nke Morọn ahụ, ebe eze ahụ biiri, dịịri nso n'ala nke ndị Nifaị na-akpọ Ọtọgbọ-rọ-n'efu.

7 Ma o wee ruo na Kịb biiri na ndọkpụ n'agha, na ndị ya n'okpuru Koriho nwa ya nwoke, ruo mgbe ọ kara nka karịa; otu o sila dị Kịb mụtara Shul na nka ya, mgbe ọ ka nọ kwa na ndọkpụ n'agha.

8 Ma o wee ruo na Shul wesara nwanne ya nwoke iwe; ma Shul gbasiri ike, ma dị ike dịka ume nke dimkpa-nwoke; ma o sikwara ike n'ikpe ikpe.

9 Ya mere, o bịaruru ugwu nke Ifrem, ma ọ gbazepụtara site n'ugwu ahụ, ma mepụta mma-agha nile site n'igwe maka ndị ahụ ọ dọkpụpụtaworo soro ya; ma mgbe o nyesịworo ha mma-agha nile ọ laghachịrị n'obodo-ukwu nke Niho, ma nye nwanne ya nwoke Koriho ịlụ-agha, site na nke o nwetara ala-eze ahụ ma nwetaghachị ya nye nna ya Kịb.

10 Ma ugbua n'ihi ihe nke Shul meworo, nna ya nye-kwasịrị ya ala-eze ahụ; ya mere ọ malitere ịchị n'ọnọdụ nke nna ya.

11 Ma o wee ruo na o kpere ikpe n'ezi-omume; ma o gbasara ala-eze ya n'elu iru nile nke ala ahụ, n'ihi na ndị ahụ ọnụ-ọgụgụ ha adịwo imerime karịa.

12 Ma o wee ruo na Shul kwa

**7** 5*a* Ita 6:23.

mụtara ọtụtụ ụmụ-nwoke na
ụmụ-nwanyị.
13 Ma Korịho chegharịrị site
n'ọtụtụ ihe-ọjọọ nile nke o me-
woro; ya mere Shul nyere ya ike
n'ala-eze ya.
14 Ma o wee ruo na Korịho
nwere ọtụtụ ụmụ-nwoke na
ụmụ-nwanyị. Ma n'etiti ụmụ-
nwoke nke Korịho e nwere otu
nke aha ya bụ Noa.
15 Ma o wee ruo na Noa nupụ-
rụ-isi megide Shul, bụ eze, na
kwa nna ya Korịho, ma dọkpụ-
pụ Koho nwanne ya nwoke, na
kwa ụmụnne ya ndị nwoke na
ọtụtụ n'ime ndị ahụ.
16 Ma o nyere Shul, bụ eze,
ịlụ-agha, n'ime nke o nwetara
ala nke ihe nketa mbụ ha ahụ;
ma ọ ghọrọ eze na-achị akụkụ
ala nke ahụ.
17 Ma o wee ruo na o nyekwa-
ra Shul, bụ eze ịlụ-agha ọzọ; ma
ọ kpọọrọ Shul, bụ eze; ma buru
ya pụọ na ndọkpụ nke agha baa
n'ime Morọn.
18 Ma o wee ruo dịka ọ na achọ
igbu ya, ụmụ-nwoke nke Shul
rịbara n'ime ụlọ nke Noa n'abalị
ma gbuo ya, ma kụda ụzọ nke
ụlọ-mkpọrọ ahụ ma kpọpụta
nna ha, ma debe ya n'elu oche-
eze ya n'ala-eze nke ya.
19 Ya mere, nwa-nwoke nke
Noa wulitere ala-eze ya n'ọnọdụ
ya; otu o sila dị ha enwetaghị
ike ọzọ imeri Shul bụ eze, ma
ndị ahụ nọ n'okpuru ọchịchị
nke Shul bụ eze mere nke-ọma
karịa ma gbasie ike.
20 Ma e kere mba ahụ; ma e
nwere ala-eze abụọ, ala-eze nke
Shul, na ala-eze nke Koho, nwa-
nwoke nke Noa.
21 Ma Koho, nwa-nwoke nke
Noa, mere ka ndị ya nye Shul
ịlụ-agha, n'ime nke Shul meriri
ha ma gbuo Koho.
22 Ma ugbua Koho nwere
nwa-nwoke nke a kpọrọ Nị-
mrọd; ma Nịmrọd raara ala-eze
nke Koho ahụ nye n'aka Shul,
ma o nwetara mmasị n'a-
nya nke Shul; ya mere Shul nye-
kwasịrị ya nnukwu mmasị nile,
ma o mere n'ala-eze nke Shul
dịka ọchịchọ ya nile siri dị.
23 Ma kwa n'ọchịchị nke Shul
ndị-amụma bịara n'etiti ndị
ahụ, ndị e zitara site n'ebe Onye-
nwe nọ, na-ebu-amụma na ajọọ-
omume na [a]ikpere-arụsị nke ndị
ahụ na-eweta ọbụbụ-ọnụ n'ala
ahụ, ma a ga-ebibi ha ma ọbụrụ
na ha echegharịghị.
24 Ma o wee ruo na ndị ahụ
kwuru okwu ọjọọ megide ndị-
amụma ahụ, ma kwaa ha emu.
Ma o wee ruo na eze Shul
kpere ikpe megide ndị nile-ahụ
kwuru okwu-ọjọọ megide ndị-
amụma ahụ.
25 Ma o mere iwu n'akụkụ nile
nke ala ahụ, nke nyere ndị-amụ-
ma ahụ ike ka ha gaa ebe nile
ọbụla ha chọrọ; ma site na nke
a e wetara ndị a na nchegharị.
26 Ma n'ihi na ndị ahụ
chegharịrị site n'ajọọ-omume
ha na ikpere-arụsị nile Onye-
nwe debere ha, ma ha malite-
kwara ime nke-ọma ọzọ n'ala
ahụ. Ma o wee ruo na Shul mụ-
tara ụmụ-nwoke na ụmụ-nwa-
nyị na nka ya.

23*a* NGAN Ife Arụsị.

27 Ma enweghị kwa agha nile
ọzọ n'ụbọchị nile nke Shul; ma
o chetara nnukwu ihe nile nke
Onye-nwe meworo nye ndị nna
ya n'ịkpọfeta ha [a]ofe nnukwu
omimi ahụ bata n'ime ala ahụ
e kwere na nkwa; ya mere o
kpere ikpe n'ezi-omume ụbọchị
ya nile.

## ISI 8

*E nwere esem-okwu na ndọrọ-ndọrọ gbasara ala-eze ahụ—Ekịsh wee mee otu ntụgwa-nzuzo nile nke ịñụ-iyi-jikọtara maka igbu eze ahụ—Ntụgwa nzuzo nile bụ nke ekwensu ma na-eweta mbibi nke mba nile—Ndị Jentaịlụ ọhụrụ a dọrọ ha aka na ntị megide ntụgwa nzuzo nke ga-achọ ịkwatu inwereonwe nke ala nile, ebo nile, na mba nile.*

Ma o wee ruo na ọ mụtara
Ọma, ma Ọma chịrị n'ọnọdụ
ya. Ma Ọma mụtara Jared; ma
Jared mụtara ụmụ-nwoke na
ụmụ-nwanyị.
2 Ma Jared nupụrụ-isi megịde
nna ya, ma bịa ma biri n'ala nke
Het. Ma o wee ruo na o toro
ọtụtụ mmadụ otuto-erughị-
n'obi, n'ihi okwu aghụghọ ya
nile, ruo mgbe o ritaworo otu
ọkara nke ala-eze ahụ.
3 Ma mgbe o ritaworo otu
ọkara nke ala-eze ahụ o nyere
nna ya ịlụ-agha, ma ọ bụpụrụ
nna ya baa na ndọkpụ n'agha,
ma mee ka o jee ozi n'ime ndọ-
kpụ n'agha;
4 Ma ugbua, n'ụbọchị nile nke
ọchịchị nke Ọma ọ nọ n'ime
ndọkpụ n'agha otu ọkara nke
ụbọchị ya nile. Ma o wee ruo na
ọ mụtara ụmụ-nwoke na ụmụ-
nwanyị, n'etiti ndị nke bụ
Esrọm na Koriantamọ;
5 Ma iwe were ha karịa n'ihi
ihe nile nke Jared nwanne ha
nwoke mere, nke mere na ha
zulitere ndị-agha ma nye Jared
ịlụ-agha. Ma o wee ruo na ha
nyere ya ịlụ-agha n'abalị.
6 Ma o wee ruo na mgbe ha
gbuworo ndị-agha nke Jared ha
chọkwara igbu ya; ma ọ rịọrọ
ha ka ha ghara igbu ya, na ya
ga-arara ala-eze ahụ nye n'aka
nna ya. Ma o wee ruo na ha
hapụụrụ ya ndụ ya.
7 Ma ugbua Jared nwere mwu-
te karịa n'ihi ntufu nke ala-eze
ahụ, n'ihi na ọ tụkwasịwo obi
ya n'ala-eze ahụ na n'otuto nke
ụwa.
8 Ugbua nwa-ada nke Jared
ebe ọ bụ ọka-ibe karịa, ma ebe ọ
hụrụ mwute nile nke nna ya,
chere echiche ịchọpụta atụma-
tụ site na nke ọ ga-agbapụta
ala-eze ahụ nyeghachị nna ya.
9 Ugbua nwa-ada nke Jared
mara mma karịa. Ma o wee ruo
na ya na nna ya kparịtara ụka,
ma ọ sịrị ya: Olee ebe nna m
siteworo nwee mwute dị otu a?
Ọ bụ na ọ gụbeghị akụkọ-nde-
kọta ahụ nke ndị nna anyị wefe-
tara nnukwu omimi ahụ? Lee
ọ bụ na-enweghị nkọwasị gba-
sara ndị mgbe ochie, na ha site
[a]n'atụmatụ nzuzo ha nile nwe-
tara ala-eze nile na nnukwu
otuto?

27*a* Ita 6:4, 12.
**8** 9*a* 3 Nif. 6:28; Hil. 6:26–30; Moses 5:51–52.

10 Ma ugbua, ya mere, ka nna
m ziga ka a kpọọ Ekịsh, nwa-
nwoke nke Kịmnọ; ma lee, ama-
ra m mma, ma aga m [a]ete-egwu
n'iru ya, ma aga m amasị ya,
nke ga-eme ka ọ chọọ ka m bụrụ
nwunye ya, mgbe ahụ ka ị ga-
asị: Aga m akpọnye gị ya ma
ọbụrụ na ị ga ewetara m isi nke
nna m, bụ eze.
11 Ma ugbua Ọma bụụrụ enyi
nke Ekịsh; ya mere, mgbe Jared
zigaworo ka a kpọọ Ekịsh, nwa-
ada nke Jared tere-egwu n'iru
ya nke mere na ọ masịrị ya, nke
mere na ọ chọrọ ka ọ bụrụ
nwunye ya. Ma o wee ruo na ọ
sịrị Jared: Nye m ya ka ọ bụrụ
nwunye m.
12 Ma Jared sịrị ya: Aga m enye
gị ya, ma ọbụrụ na ị ga-ewetara
m isi nke nna m, bụ eze.
13 Ma o wee ruo na Ekịsh kpọ-
kọtara bata n'ụlọ nke Jared ndị
ikwu na ibe ya nile, ma sị ha:
Unu ga añụru m iyi na unu
ga-ekwesị-ntụkwasị-obi nye m
n'ihe nke m ga achọ n'aka unu?
14 Ma o wee ruo na ha nile
[a]ñụụrụ ya iyi, site na Chineke
nke elu-igwe, na kwa site n'elu-
igwe nile, na kwa site n'ụwa,
na site n'isi ha nile, na onye-ọbụ-
la ga-agbanwe site n'inye-aka
ahụ nke Ekịsh chọrọ ga-atufu isi
ya; ma onye ọbụla ga-agba ama
ihe ọbụla nke Ekịsh mere ka ha
mata, onye ahụ ga-atufu ndụ ya.
15 Ma o wee ruo na otu a ka ha
na Ekịsh kwekọrịtara. Ma Ekịsh
kụziri ha [a]ịñụ-iyi nile nke e nye-
woro site na ndị mgbe ochie ndị
chọkwara ike, nke e nyedatara
ọbụna site na [b]Ken, onye bụụrụ
onye ogbu-mmadụ site na
mmalite.
16 Ma edokwara ha site n'ike
nke ekwensu ka o nye ndị mma-
dụ ịñụ-iyi ndị a nile, idebe ha
n'ọchịchịrị, inyere ụdị ndị ahụ
chọrọ ike aka inweta ike, na
igbu-mmadụ, na ịpụnara ihe,
na ikwu-okwu ụgha, na ime ụdị
ajọọ-omume nile na akwụna-
kwụna nile.
17 Ma o bụụrụ nwa-ada nke
Jared bụ onye tinyere ya n'ime
obi ya ịchọta ihe ndị ochie nile
a; ma Jared tinyere ya n'ime obi
nke Ekịsh; ya mere, Ekịsh nye-
re ya ndị ebo ya na ndị enyị ya,
na-eduhie ha site na nkwa ọma
nile ime ihe ọbụla ọ chọrọ.
18 Ma o wee ruo na ha mere
[a]ntụgwa nzuzo, ọbụna dịka ndị
mgbe ochie; bụ ntụgwa nke rụ-
rụ-arụ karịa ma dị ọjọọ karị-
chaa, n'anya nke Chineke.
19 N'ihi na Onye-nwe anaghị
arụ ọrụ n'ime ntụgwa nzuzo
nile, ọbụghị ma ọ na achọ ka
mmadụ kwafuo ọbara, kama
n'ihe nile ọ jụwo ya, site na
mmalite nke mmadụ.
20 Ma ugbua mụ, Moronaị,
anaghị ede ụdị ịñụ-iyi nile na
ntụgwa nile nke ha, n'ihi na
emewo ka m mata ya na a na-
enwe ha n'etiti ndị nile, ma a na
enwe ha n'etiti ndị Leman.
21 Ma ha akpatawo [a]mbibi
nke ndị a nke m na ekwu maka

10*a* Mak. 6:22–28.
14*a* NGAN Ikwuhie Chineke, Nkwuhie Chineke.
15*a* NGAN Ịñụ-iyi.
*b* Jen. 4:7–8; Moses 5:28–30.
18*a* NGAN Ntụgwa Nzuzo nile.
21*a* Hil. 6:28.

ha ugbua, na kwa mbibi nke
ndị Nifaị.
22 Ma mba ọbụla nke ga-
akwado ụdị ntụgwa nzuzo nile
ahụ, inweta ike na uru, ruo
mgbe ha ga-agbasa na mba ahụ,
lee, a ga-ebibi ha; n'ihi na Onye-
nwe agaghị ekwe na [a]ọbara nke
ndị nsọ, nke ha ga-akwafu, ga
na-akpọkụ ya mgbe nile site
n'ala maka [b]ịbọ-ọbọ n'isi ha ma
na ọ gaghị abọrọ ha ọbọ.
23 Ya mere, O unu ndị Jentaịlụ,
ọ bụ amamihe n'ime Chineke
na a ga-egosị unu ihe ndị a, na
site na ya unu ga-echegharị site
na mmehie unu nile, ma unu
ekwela na ntụgwa igbu-mma-
dụ nile ndị a ga-akarị unu, ndị
nke a na ewulite inweta [a]ike na
uru — ma ọrụ ahụ, e, ọbụna ọrụ
nke mbibi bịakwasịrị unu, e,
ọbụna mma-agha nke ikpe ziri-
ezi nke Chineke nke mgbe Ebi-
ghi-ebi ga-adakwasị unu, ruo
na nkwatu na mbibi unu ma
ọbụrụ na unu ga-ekwe ka ihe
ndị a dịrị.
24 Ya mere, Onye-nwe na
enye unu iwu, mgbe unu ga-ahụ
ihe ndị a ga-abịa n'etiti unu na
unu, ga eteta n'uche nke ọnọdụ
unu dị egwu, n'ihi ntụgwa nzu-
zo a nke ga-adị n'etiti unu;
ma-ọbụ ahụhu dịrị ya, n'ihi
ọbara nke ndị nke e gbuworo;
n'ihi na ha na akwa akwa site
n'uzuzu maka ịbọ ọbọ n'isi ya,
na kwa n'isi ndị nke wulitere ya.
25 N'ihi na ọ ga-eru na onye
ọbụla na-ewulite ya na-achọ
ịkwatu [a]inwere-onwe nke ala
nile, ebo nile, na mba nile; ma ọ
na-eweta na mmezu mbibi nke
ndị nile, n'ihi na e wulitere ya
site n'aka ekwensu, onye bụ nna
nke okwu-ụgha nile; ọbụna otu
onye okwu-ụgha ahụ nke [b]ghọ-
gburu nne na nna mbụ anyị, e,
ọbụna otu onye okwu-ụgha ahụ
nke meworo ka mmadụ gbuo-
mmadụ site na mmalite; onye
mesịworo obi nile nke ndị mma-
dụ ike nke mere na ha egbuwo
ndị-amụma nile, ma tụọ ha
okwute, ma chụpụ ha site na
mmalite.
26 Ya mere, mụ, Moronaị e
nyere m iwu ide ihe ndị a nile ka
e wee melaa ihe ọjọọ, na ka oge
ahụ wee bịa mgbe Ekwensu [a]na-
agaghị enwe kwa ike n'obi nile
nke ụmụ nke mmadụ, kama ka
e wee [b]gbaa ha ume ime ihe-ọma
esepụghị-aka, ka ha wee bịa-
kwute isi mmiri nke ezi-omume
nile ahụ ma azọpụta ha.

## ISI 9

*Ala-eze ahụ wee na-agafee site n'otu onye ruo n'onye ọzọ site n'agbụrụ, mgba-okpuru, na igbu-mmadụ — Ema hụrụ Ọkpara nke Ezi-omume — Ọtụtụ ndị-amụma kwusara nchegharị — Otu ụnwụ na agwọ ọtanye-nsi nile buteere ndị ahụ ajọọ-ahụhụ.*

Ma ugbua mụ, Moronaị, na-aga
n'iru n'akụkọ-ndekọta m. Ya
mere, lee, o wee ruo na n'ihi

22*a* Mọm 8:27, 40–41.
*b* NGAN Ọbọ.
23*a* 1 Nif. 22:22–23; Moses 6:15.
25*a* NGAN Inwere-onwe, Nnwere-onwe.
*b* Jen. 3:1–13; 2 Nif. 9:9; Mosa. 16:3; Moses 4:5–19.
26*a* 1 Nif. 22:26.
*b* 2 Nif. 33:4; Moro. 7:12–17.

[a]ntụgwa nzuzo nile nke Ekịsh
na ndị enyi ya, lee, ha kwaturu
ala-eze nke Ọma.
2 Otu o sila dị, Onye-nwe meere
Ọma ebere, ya na ụmụ ya ndị
nwoke na kwa ụmụ ya ndị nwa-
nyị ndị nke na-achọghị mbibi ya.
3 Ma Onye-nwe dọrọ Ọma aka-
na-ntị na nrọ ka ọ pụọ site n'ala
ahụ; ya mere Ọma pụrụ site
n'ala ahụ ya na ezi na ụlọ ya,
ma gaa njem ọtụtụ ụbọchị, ma
bịafeta ma gafee n'akụkụ ugwu
nke [a]Shịm, ma bịafeta site [b]n'ebe
ahụ nke e bibiri ndị Nifaị, ma
site n'ebe ahụ gaa chee iru n'ọ-
wụwa-anyanwụ, ma bịaruo ebe
nke a na akpọ Ablọm, n'akụkụ
ikpere-mmiri, ma n'ebe ahụ ọ
rụnyere ụlọ ikwuu ya, na kwa
ụmụ ya ndị nwoke, na ụmụ ya
ndị nwanyị, na ndị nile ya na
ha bi, ma ọbụghị nanị Jared na
ezi na ụlọ ya.
4 Ma o wee ruo na e tere Jared
mmanụ ịbụ eze na-achị ndị ahụ
n'aka nke ajọọ-omume; ma o
nyere Ekịsh nwa ya nwanyị ka
ọ bụrụ nwunye ya.
5 Ma o wee ruo na Ekịsh chọrọ
ndụ nke ọgọ ya nwoke, ma ọ
chọrọ enyem-aka site n'aka ndị
ahụ ọ dụrụ-isi site n'ịñụ-iyi nke
ndị mgbe ochie, ma ha nwetara
isi nke ọgọ ya nwoke, dịka ọ
nọdụrụ n'oche-eze ya, na-ege
ndị ya ntị.
6 N'ihi na nnukwu ka mgbasa
nke ihe ọjọọ na otu nzuzo a dị
na o mebiworịị obi nile nke ndị
ahụ nile; ya mere e gburu Jared
n'elu oche-eze ya, ma Ekịsh chịrị
n'ọnọdụ ya.
7 Ma o wee ruo na Ekịsh
malitere ikwoso nwa ya nwoke
ekworo, ya mere, ọ kpọchịdere
ya n'ụlọ-mkpọrọ, ma debe ya
na ntakịrị nri ma-ọbụ erighị nri
ruo mgbe agụụ gburu ya.
8 Ma ugbua nwanne-nwoke
nke onye ahụ tara ahụhụ ọnwụ,
(ma aha ya bụụrụ Nịmra) were
iwe megide nna ya n'ihi ihe
ahụ nke nna ya meworo nwan-
ne ya nwoke.
9 Ma o wee ruo na Nịmra kpọ-
kọtara ọnụ-ọgụgụ ndị nwoke
dị ntakịrị, ma gbapụ site n'ala
ahụ, ma gafeta ma binyere Ọma.
10 Ma o wee ruo na Ekịsh
mụtara ụmụ-nwoke ndị ọzọ,
ma ha nwetara obi nile nke ndị
ahụ, na-agbanyeghị ha añụwo-
ro ya iyi ime ụdị ajọọ-omume
nile dị iche iche dịka ihe nke
ọ chọrọ.
11 Ugbua ndị nke Ekịsh chọsị-
rị uru ike, ọbụna dịka Ekịsh siri
chọsie inweta ike ike; ya mere,
ụmụ-nwoke nke Ekịsh nyere ha
ego, site na nke a ha dọkpụpụta-
ra akụkụ nke karịrị n'ime ndị
ahụ ka ha soro ha.
12 Ma a malitere inwe ịlụ-
agha n'etiti ụmụ-nwoke nile nke
Ekịsh na Ekịsh, nke nọgidere
n'ohere nke ọtụtụ afọ, e, ruo na
mbibi nke ọ fọdụrụ ka ọ bụrụ
ndị nke ala-eze ahụ nile, e, ọbụ-
na ha nile, ma ọbụghị nanị
mkpụrụ-obi iri atọ, na ndị nke
gbapụrụ ha na ụlọ nke Ọma.
13 Ya mere, a kpọghachịkwa-
ra Ọma ọzọ n'ala nke nketa ya.
14 Ma o wee ruo na Ọma mali-
tere ika nka; otu o sila dị, na nka

**9** 1*a* Ita 8:13–17. 3*a* Mọm 1:3; 4:23. *b* Mọm 6:1–15.

ya ọ mụtara Ema; ma o tere Ema mmanụ ịbụ eze ịchị n'ọnọdụ ya.

15 Ma mgbe o tesịworo Ema mmanụ ịbụ eze ọ hụrụ udo n'ala ahụ n'ohere nke afọ abụọ, ma ọ nwụrụ, ebe ọ hụworo ọtụtụ afọ karịrị akarị, ndị nke jupụtara na mwute. Ma o wee ruo na Ema chịrị n'ọnọdụ ya, ma mejupụta nzọ-ụkwụ nile nke nna ya.

16 Ma Onye-nwe malitere iwepụ ọbụbụ-ọnụ ahụ site n'ala ahụ, ma ụlọ nke Ema mere nkeọma karịa n'okpuru ọchịchị nke Ema; ma n'ohere nke iri afọ isii na abụọ ha esịwọrịị ike karịa, nke mere na ha bara ọgaranya karịa—

17 Ebe e nwere ụdị mkpụrụosisi nile dị iche iche, ma nke akụkụ-ubi, na nke silk nile, na nke ọmarịcha akwa linen, na nke ọla-edo, na nke ọla-ọcha, na nke ihe ndị dị oke-ọnụ ahịa.

18 Ma kwa ụdị igwe-ehi nile, nke oke-ehi nile, na ehi nile dị iche iche, na nke atụrụ, na nke ezi nile, na nke ewu nile, na kwa ọtụtụ ụdị anụmanụ nile ndị ọzọ ndị nke bara uru maka nri nke mmadụ.

19 Ma ha nwekwara [a]ịnyịnya nile, na anụ nile dịka ịnyịnya, ma e nwere enyi nile na kurilọm nile na kumọm nile; ha nile baara mmadụ uru, nke ka nke enyị nile ahụ na kurilọm na kumọm nile.

20 Ma otu a Onye-nwe wụpụtara ngọzi ya nile n'ala ahụ, nke bụ ala a [a]họọrọ karịa ala ndị ọzọ nile; ma o nyere iwu na onye ọbụla nke ga-enwere ala ahụ ga-enwere ya nye Onye-nwe, ma-ọbụ a [b]ga-ebibi ha mgbe ha chazuru n'ajọọ-omume; n'ihi na n'elu ụdị ahụ, ka Onye-nwe kwuru: aga m awụpụta uju nke iwe m.

21 Ma Ema kpere ikpe n'eziomume ụbọchị ya nile, ma ọ mụtara ọtụtụ ụmụ-nwoke na ụmụ-nwa-nwanyị, ma ọ mụtara Koriantọm, ma o tere Koriantọm mmanụ ịchị n'ọnọdụ ya.

22 Ma mgbe o teworo Koriantọm mmanụ ịchị n'ọnọdụ ya o biri afọ anọ, ma ọ hụrụ udo n'ala ahụ; e, ma ọ hụrụ ọbụna [a]Ọkpara nke Ezi-omume, ma wee ñụrịa ma nwee otuto n'ụbọchị ya; ma ọ nwụrụ n'udo.

23 Ma o wee ruo na Koriantọm gara-ije na nzọ-ụkwụ nile nke nna ya, ma wuo ọtụtụ obodoukwu siri ike, ma kụziere ndị ya ihe nke dị mma n'ụbọchị ya nile. Ma o wee ruo na o nweghị ụmụ ọbụna ruo mgbe o kara nka karịa.

24 Ma o wee ruo na nwunye ya nwụrụ, ebe ọ gbara otu narị afọ na abụọ. Ma o wee ruo na Koriantọm kpọrọ ka ọ bụrụ nwunye ya, na nka ya, otu nwaagbọghọbịa, ma mụta ụmụnwoke na ụmụ-nwanyị; ya mere ọ biri ruo mgbe ọ gbara otu narị afọ na iri afọ anọ na abụọ.

25 Ma o wee ruo na ọ mụtara Kom, ma Kom chịrị iri afọ anọ na iteghete, ma ọ mụtara Het; ma ọ mụtakwara ụmụ-nwoke ndị ọzọ na ụmụ-nwanyị.

26 Ma ndị ahụ gbasasịkwara ọzọ n'elu iru nile nke ala ahụ,

19*a* 1 Nif. 18:25.
20*a* Ita 2:15.
*b* Ita 2:8–11.
22*a* 3 Nif. 25:2.

ma a malitekwara ọzọ inwe
nnukwu ajọọ-omume karịa
n'elu iru nke ala ahụ, ma Het
malitere isonye n'ime atụmatụ
nzuzo nile nke mgbe ochie ahụ
ọzọ, ibibi nna ya.
27 Ma o wee ruo na ọ kwadara
nna ya n'ọchịchị, n'ihi na ọ jiri
mma-agha nke ya gbuo ya; ma
ọ chịrị n'ọnọdụ ya.
28 Ma ndị-amụma nile bịara
n'ala ahụ ọzọ, na-ekwusara ha
nchegharị — na ha ga-edozirịrị
ụzọ nke Onye-nwe ma-ọbụ
ọbụbụ-ọnụ ga-abịakwasị n'elu
iru nke ala ahụ, e, ọbụna a ga-
enwe nnukwu ụnwụ, n'ime nke
a ga-ebibi ha ma ọbụrụ na ha
echegharịghị.
29 Mana ndị ahụ ekweghị
okwu nile nke ndị-amụma nile
ahụ, kama ha chụpụrụ ha; ma
ụfọdụ n'ime ha ka ha tụbara
n'ime olulu nile ma hapụ ha ka
ha laa n'iyi. Ma o wee ruo na ha
mere ihe nile ndị a dịka iwu
nke eze Het ahụ siri dị.
30 Ma o wee ruo na a malitere
inwe ụkọ-nri n'ala ahụ, ma ndị
nile bi n'ime ya a malitere ibịbị
ha ọsọ-ọsọ karịa n'ihi ụkọ-nri
ahụ, n'ihi na enweghị mmiri
ozuzo n'elu iru nke ala ahụ.
31 Ma agwọ-nsi nile bịarute-
kwara n'elu iru nke ala ahụ, ma
tanye ọtụtụ mmadụ nsi. Ma o
wee ruo na igwe-anụ ha nile
malitere ịgbapụ n'iru agwọ-nsi
nile ahụ, chee iru n'ala dị na
ndịda-ndịda, nke ndị Nifaị na-
akpọ [a]Zarahemla.
32 Ma o wee ruo na e nwere
ọtụtụ ha ndị nwụrụ n'ụzọ ahụ;
otu o sila dị, e nwere ụfọdụ ndị
nke gbagara n'ala nke dị na
ndịda-ndịda.
33 Ma o wee ruo na Onye-nwe
mere ka [a]agwọ ndị ahụ kwụsị
ịchụ ha ọsọ, kama ka ha gbagide
ha ogige otu ndị ahụ na-agaghị
enwe ike igafe, na onye ọbụla
ga a nwa anwa ịgafee ga ada
site n'agwọ-ọtanye-nsi nile ahụ.
34 Ma o wee ruo na ndị ahụ
soro ụzọ-njem nke anụmanụ
nile ndị ahụ, ma richapụ ozu
nile nke ndị nke dara n'akụkụ
ụzọ, ruo mgbe ha richapụrụ ha
nile. Ugbua mgbe ndị ahụ hụrụ
na ha ga-alarịrị n'iyi ha malite-
re [a]ichegharị site n'ajọọ-omume
ha nile ma kpọkuo Onye-nwe.
35 Ma o wee ruo na mgbe ha
meworo onwe ha [a]umeala otu o
kwesịrị n'iru Onye-nwe, o zita-
ra mmiri-ozuzo n'elu iru nke ala
ahụ; ma ndị ahụ malitekwara
ịdị-ndụ ọzọ, ma a malitere
inwe mkpụrụ-osisi na mba ndị
dị n'elu-elu, na na mba ndị nke
gbara gburu-gburu. Ma Onye-
nwe gosipụtara ike ya nye ha
n'ichekwa ha site n'ụnwụ.

## ISI 10

*Otu onye-eze wee chịa mgbe nke ọzọ chichara — Ụfọdụ ndị eze ahụ bụ ndị ezi-omume; ndị ọzọ bụ ajọọ-mmadụ — Mgbe ezi-omume weere ọnọdụ, a na-agozi ndị ahụ ma Onye-nwe na-eme ka ha mee nke-ọma.*

MA o wee ruo na Shez, onye bụ
onye agbụrụ nke Het — n'ihi na
Het alawọrịị n'iyi site n'ụnwụ

31*a* Omnai 1:13.
33*a* Ọnọgụ. 21:6–9.
34*a* Alma 34:34; OznỌd. 101:8.
35*a* OznỌd. 5:24.

ahụ, na ndị nile bi n'ulọ ya ma ewezuga nanị Shez—ya mere, Shez malitere iwulitekwa ndị ekposasịrị ekposasị ọzọ.

2 Ma o wee ruo na Shez chetara mbibi nke ndị nna ya, ma o wulitere ala-eze nke ezi-omume; n'ihi na o chetara ihe Onye-nwe meworo n'ịkpọfeta Jared na nwanne ya nwoke [a]n'ofe omimi ahụ; ma ọ gara-ije n'ụzọ nile nke Onye-nwe; ma ọ mụtara ụmụ-nwoke na ụmụ-nwanyị.

3 Ma nwa ya nwoke nke kachasị okenye, onye nke aha ya bụ Shez, nupụrụ-isi megide ya; otu o sila dị, Shez e tigburu ya site n'aka nke onye-ori, n'ihi akụ na ụba ya karịrị akarị, nke wetakwara udo ọzọ nye nna ya.

4 Ma o wee ruo na nna ya wulitere ọtụtụ obodo-ukwu n'elu iru nke ala ahụ, ma ndị ahụ malitekwara ọzọ ịgbasa n'elu iru nile nke ala ahụ. Ma Shez bigidere ruo n'ịka-nka karịrị akarị; ma o mụtara Rịplekịsh. Ma ọ nwụrụ, ma Rịplekịsh chịrị n'ọnọdụ ya.

5 Ma o wee ruo na Rịplekịsh emeghị ihe nke dị mma n'anya nke Onye-nwe, n'ihi na o nwere ọtụtụ nwunye na [a]ndị-iko, ma boo ibu nke siri ike obubu n'elu ubu nke ndị nwoke ahụ; e, ọ nara ha ụtụ nile dị arọ; ma o jiri ụtụ nile ahụ wuo ọtụtụ ụlọ dị oke obosara.

6 Ma o wulitere onwe ya oche-eze mara mma karịa; ma o wuru ọtụtụ ụlọ-mkpọrọ, ma onye ọbụla nke na-akwụghị ụtụ ya nile ọ tụbara ya n'ụlọ-mkpọrọ; ma onye ọbụla na enweghị ike ịkwụ ụtụ tax nile ọ tụbara ya n'ụlọ-mkpọrọ; ma o mere ka ha rụọ ọrụ esepụghị-aka maka nkwado ha; ma onye-ọbụla jụrụ ịrụ-ọrụ o mere ka e gbuo ya.

7 Ya mere o nwetara ọmarịcha ọrụ ya nile, e, ọbụna ọmarịcha ọla-edo ya o mere ka a sachaa ha n'ụlọ-mkpọrọ; ma ụdị ọmarịcha ọrụ-aka nile dị iche iche o mere ka arụọ ha n'ụlọ-mkpọrọ. Ma o wee ruo na ọ kpagburu ndị ahụ site na akwụnakwụna ya nile na ihe arụ nile.

8 Ma mgbe ọ chịworo n'ohere nke iri afọ anọ na abụọ ndị ahụ bilitere na nnupụ-isi megide ya; ma a malitekwara inwe agha ọzọ n'ala ahụ, nke mere na e gburu Rịplekịsh, ma a chụpụrụ ndị agbụrụ ya nile site n'ala ahụ.

9 Ma o wee ruo mgbe ohere nke ọtụtụ afọ gafere, Moriantọn, (ebe ọ bụ onye agbụrụ nke Rịplekịsh) kpọkọtara ndị-agha nke ndị a chụpụrụ achụpụ, ma gaa n'iru ma nye ndị ahụ ịlụ-agha; ma o nwetara ike n'ebe ọtụtụ obodo-ukwu dị; ma ịlụ-agha ahụ wee sie ike karịa, ma nọgide n'ohere nke ọtụtụ afọ; ma o nwetara ike ịchị ala ahụ nile, ma hiwe onwe ya eze nachị ala ahụ nile.

10 Ma mgbe o hiwesịrị onwe ya eze, o mere ka ibu-arọ nke ndị ahụ dị mfe, site na nke o siri nweta nkwado n'anya nke ndị ahụ, ma ha tere ya mmanụ ịbụ eze ha.

11 Ma o mere ihe ziri-ezi nye ndị ahụ, ma o bụghị nye onwe

**10** 2*a* Ita 6:1–12. | 5*a* Jekọb 3:5; Mosa. 11:2.

ya n'ihi ọtụtụ akwụnakwụna ya;
ya mere e bepụrụ ya site n'ebe
Onye-nwe nọ.

12 Ma o wee ruo na Moriantọn
wulitere ọtụtụ obodo-ukwu, ma
ndị ahụ bara ọgaranya karịa
n'okpuru ọchịchị ya, ma n'ụlọ
nile, ma n'ọla-edo na ọla-ọcha,
ma n'izulite akụkụ-ubi, ma
n'igwe-anụ, ma igwe-anụmanụ,
na ụdị ihe ndị ahụ eweghachịrị
nye ha.

13 Ma Moriantọn biri ndụ ruo
na nnukwu ịka-nka karịrị akarị,
ma mgbe ahụ ọ mụtara Kịm; ma
Kịm chịrị n'ọnọdụ nke nna ya;
ma ọ chịrị afọ asatọ, ma nna ya
nwụrụ. Ma o wee ruo na Kịm
achịghị n'ezi-omume, ya mere
Onye-nwe egosighi ya iru-ọma.

14 Ma nwanne ya nwoke bili-
tere na nnupụ-isi megide ya, site
na nke o webatara ya n'ime
ndọkpụ n'agha; ma ọ nọgidere
na ndọkpụ n'agha ụbọchị ya
nile; ma ọ mụtara ụmụ nwoke
na ụmụ-nwanyị n'ime ndọkpụ
n'agha, ma n'ịka-nka ya ọ
mụtara Livaị; ma ọ nwụrụ.

15 Ma o wee ruo na Livaị
jere-ozi n'ime ndọkpụ-nke-agha
mgbe nna ya nwusịworo, n'ohe-
re nke iri afọ anọ na abụọ.
Ma o mere ka e nwee ịlụ-agha
megide eze nke ala ahụ, site na
nke o nwetara ala-eze ahụ nye
onwe ya.

16 Ma mgbe o nwetasịworo
ala-eze ahụ nye onwe ya o mere
ihe nke dị mma n'anya nke
Onye-nwe; ma ndị ahụ mere
nke-ọma n'ala ahụ; ma o biri-
ndụ ruo ezigbo ịka-nka, ma
mụta ụmụ-nwoke na ụmụ-
nwanyị; ma ọ mụtakwara Ko-
rọm, onye nke o tere mmanụ
ịchị eze n'ọnọdụ ya.

17 Ma o wee ruo na Korọm
mere ihe nke dị mma n'anya
nke Onye-nwe ụbọchị ya nile;
ma ọ mụtara ọtụtụ ụmụ-nwoke
na ụmụ-nwanyị; ma mgbe ọ
hụsịworo ọtụtụ ụbọchị, ọ gafe-
re, ọbụna dịka ihe nke ụwa ndị
ọzọ; ma Kịsh chịrị n'ọnọdụ ya.

18 Ma o wee ruo na Kịsh gafe-
kwara, ma Lib chịrị n'ọnọdụ ya.

19 Ma o wee ruo na Lịb me-
kwara ihe nke dị mma n'anya
nke Onye-nwe. Ma n'ụbọchị
nile nke Lịb e bibiri [a]agwọ-ọta-
nye-nsi nile ahụ. Ya mere ha
gabara n'ala nke dị na ndịda-
ndịda, ịchụ-nta ihe-oriri maka
ndị nke ala ahụ, n'ihi na ala ahụ
e jiri anụmanụ nke oke-ọhịa me-
jupụta ya. Ma Lịb n'onwe ya bụ-
rụzie nnukwu onye di-nta.

20 Ma ha wuru nnukwu obo-
do-ukwu n'akụkụ ala dị mkpa-
fa, n'akụkụ ebe oke osimiri ahụ
kewara ala ahụ.

21 Ma ha chekwara ala ahụ dị
na ndịda-ndịda maka ọzara, iji
nweta anụ a ga-achụ-nta. Ma
elu ala ahụ nile n'elu-elu ndị
mmadụ bijupụtara ya.

22 Ma ha na-arụsi ọrụ ike karịa,
ma ha zụrụ ma ree ma na-azụ
ahịa otu na ibe ya, ka ha wee
nweta uru.

23 Ma ha rụrụ ọrụ n'ụdị
ntụ-igwe nile dị iche iche, ma
ha mere ọla-edo, na ọla-ọcha,
na [a]igwe, na ọla bras, na ụdị
igwe nile dị iche iche; ma ha

19*a* Ita 9:31.

23*a* 2 Nif. 5:15.

gwupụtara ya site n'ala ahụ; ya
mere, ha gwupụtalitere nnu-
kwu mkpomkpo aja inweta ntụ-
igwe, nke ọla-edo, na nke ọla-
ọcha, na nke igwe, na nke ọla-
kọpa. Ma ha rụrụ ụdị ọmarịcha
ọrụ nile dị iche iche.
24 Ma ha nwere akwa silk nile,
ma ọmarịcha akwa linen gbaka-
ra agbakọ; ma ha rụrụ ụdị akwa
nile dị iche iche, ka ha wee yiwe
onwe ha site n'ịgba-ọtọ ha.
25 Ma ha mere ụdị ngwa-ọrụ
nile dị iche iche iji kọọ ala, ma
iji kọgharịa ala na iji kụọ akụ-
kụ, iji ghọrọ mkpụrụ na iji bọọ
ahihịa, na iji gbachasịa akụkụ.
26 Ma ha mere ụdị ngwa-ọrụ
nile dị iche iche ndị nke ha ji
na-arụ ọrụ anụmanụ ha nile.
27 Ma ha mere ụdị ngwa-ọgụ
nile dị iche iche nke agha. Ma
ha rụrụ ụdị ọrụ nile dị iche iche
nke aka-ọrụ ha na-agụ agụụ
mmata karịa.
28 Ma enweghị mgbe a ga-
enwe ndị a gọziri agọzi karịa ha,
na e mere ka ha mee nke-ọma
site n'aka nke Onye-nwe. Ma ha
nọ n'ala nke a họọrọ karịa ala
nile, n'ihi na Onye-nwe ekwu-
wo ya.
29 Ma o wee ruo na Lịb biri
ndụ ọtụtụ afọ, ma mụta ụmụ-
nwoke na ụmụ-nwanyị; ọ mụta-
kwara Hịatọm.
30 Ma o wee ruo na Hịatọm
chịrị n'ọnọdụ nke nna ya. Ma
mgbe Hịatọm chịworo iri afọ
abụọ na anọ, lee, a napụrụ ya
ala-eze ahụ. Ma o jere-ozi ọtụtụ
afọ na ndọkpụ-nke-agha, e, ọbụ-
na ụbọchị ya nile nke fọdụrụ.
31 Ma ọ mụtara Het, ma Het
biri ndụ n'ime ndọkpụ n'agha
ụbọchị ya nile. Ma Het mụtara
Erọn, Erọn biri n'ime ndọkpụ
n'agha ụbọchị ya nile; ma ọ
mụtara Amnịgada, ma Amnị-
gada bịkwara n'ime ndọkpụ
n'agha ụbọchị ya nile; ma ọ mụ-
tara Koriantọm, ma Koriantọm
biri n'ime ndọkpụ n'agha ụbọ-
chị ya nile; ma ọ mụtara Kom.
32 Ma o wee ruo na Kom dọ-
kpụpụrụ otu ọkara nke ala-eze
ahụ. Ma ọ chịrị otu ọkara nke
ala-eze ahụ iri afọ anọ na abụọ;
ma ọ gara ịlụ-agha megide eze
ahụ, Amgid, ma ha lụrụ agha
n'ohere nke ọtụtụ afọ, n'oge nke
Kom nwetara ike karịa Amgid,
ma nweta ike karịa n'ala-eze
ahụ nke fọdụrụ.
33 Ma n'ụbọchị nile nke Kom
a malitere inwe ndị-ori n'ala
ahụ; ma ha webatara atụmatụ
ochie nile ahụ, ma nye [a]ịñụ-iyi
nile n'ụdị nke ndị mgbe ọchịe,
ma chọọ kwa ọzọ ibibi ala-eze
ahụ.
34 Ugbua Kom lụsoro ha ọgụ
nke ukwuu; otu o sila dị, o
nweghị ike imeri ha.

## ISI 11

*Agha nile, nghọtahịe nile, na ajọọ-omume wee chịa ndụ ndị Jared — Ndị-amụma wee buo-amụma mbibi kpam-kpam nke ndị Jared ma ọbụghị na ha chegharịrị — Ndị ala ahụ jụrụ okwu nile nke ndị-amụma.*

Ma n'ụbọchị nile nke Kom

33*a* ngan Ịñụ-iyi; Ntụgwa Nzuzo nile.

ọtụtụ ndị-amụma bịakwara, ma buo-amụma maka mbibi nke nnukwu ndị ahụ ma ọbụghị na ha ga-echeghari̩, ma tụgharịkwute Onye-nwe, ma hapụ igbu-mmadụ ha nile na ajọọ-omume.
2 Ma o wee ruo na ndị ahụ jụrụ ndị-amụma ahụ, ma ha gbakwuru Kom maka nchekwa, n'ihi na ndị ahụ chọrọ ibibi ha.
3 Ma ha buuru Kom amụma ọtụtụ ihe; ma a gọziri ya n'ụbọchị ya nile nke fọdụrụ.
4 Ma o biri ndụ ruo n'ịka-nka, ma mụta Shịblọm; ma Shịblọm chịrị n'ọnọdụ ya. Ma nwannenwoke nke Shịblọm nupụrụ-isi megide ya, ma a malitere inwe nnukwu ịlụ-agha karịrị-akarị n'ala ahụ.
5 Ma o wee ruo na nwannenwoke nke Shịblọm mere ka e gbuo ndị-amụma nile buru amụma maka mbibi nke ndị ahụ;
6 Ma e nwere nnukwu ọdachị n'ala ahụ, n'ihi na ha agbawoama na nnukwu ọbụbụ-ọnụ ga-abịakwasị ala ahụ, na kwa bịakwasị ndị ahụ, ma na a gaenwe nnukwu mbibi n'etiti ha, ụdị nke na-adịtụbeghị mbụ n'elu iru nke ala ahụ, ma na ọkpụkpụ ha ga-adị ka [a]mkpomkpo aja n'elu iru nke ala ahụ ma ọbụghị na ha ga-echeghari̩ site n'ajọọ-omume ha.
7 Ma ha añaghị ntị n'olu nke Onye-nwe, n'ihi ntụgwa ọjọọ ha nile; ya mere, a malitere inwe ịlụ-agha nile na ndọrọ-ndọrọ nile n'ala ahụ nile, na kwa ọtụtụ ụnwụ na ajọọ-ọrịa nile, nke mere na e nwere nnukwu mbibi, ụdị nke a na-amatabeghị mbụ n'elu iru nke ala ahụ; ma ihe ndị a nile mezuru n'ụbọchị nile nke Shịblọm.
8 Ma ndị ahụ malitere icheghari̩ site n'ajọọ-omume ha; ma oge nile ọbụla ha mere otu a Onye-nwe meere ha [a]ebere.
9 Ma o wee ruo na e gburu Shịblọm, ma a kpọbatara Set n'ime ndọkpụ n'agha, ma o biri n'ime ndọkpụ n'agha ụbọchị ya nile.
10 Ma o wee ruo na Aha, nwa ya nwoke, nwetara ala-eze ahụ; ma ọ chịrị ndị ahụ ụbọchị ya nile. Ma o mere ụdị ajọọ-omume nile dị iche iche n'ụbọchị ya nile, site na nke a ọ kpatara ịkwafu nnukwu ọbara; ma ole na ole ka ụbọchị ya nile dị.
11 Ma Item, ebe ọ bụ onyeagbụrụ nke Aha, nwetara alaeze ahụ; ma o mekwara ihe nke dị njọ n'ụbọchị ya nile.
12 Ma o wee ruo na n'ụbọchị nile nke Item ọtụtụ ndị-amụma bịara, ma buokwara ndị ahụ amụma ọzọ; e, ha buru-amụma na Onye-nwe ga-ebibi ha kpam kpam site n'iru nke ụwa ma ọbụghị na ha cheghari̩rị site n'ajọọ-omume ha nile.
13 Ma o wee ruo na ndị ahụ mesịrị obi ha nile ike, ma ha achọghị [a]ịña-nti n'okwu ha nile; ma ndị-amụma ahụ ruru uju ma site n'etiti ndị ahụ wezuga onwe ha.
14 Ma o wee ruo na Item kpere ikpe n'ajọọ-omume ụbọchị ya

**11** 6*a* Omnai 1:22; Ita 14:21.
8*a* NGAN Ebere, Obi-ebere.
13*a* Mosa. 16:2.

nile; ma ọ mụtara Morọn. Ma o wee ruo na Morọn chịrị n'ọnọdụ ya; ma Morọn mere ihe nke dị njọ n'iru Onye-nwe.
15 Ma o wee ruo na [a]nnupụ-isi
malitere n'etiti ndị ahụ, n'ihi ntụgwa nzuzo ahụ nke e wulitere iji nweta ike na uru; ma e nwere otu dike bilitere n'etiti ha n'ajọọ-omume, ma nye Morọn ịlụ-agha, n'ime nke ọ kwaturu otu ọkara nke ala-eze ahụ; ma o chịkọtara otu ọkara nke ala-eze ahụ ọtụtụ afọ.
16 Ma o wee ruo na Morọn
kwaturu ya, ma nweta kwa alaeze ahụ ọzọ.
17 Ma o wee ruo na e nwere
otu dike ọzọ bilitere; ma ọ bụụrụ onye agbụrụ nke nwannenwoke nke Jared.
18 Ma o wee ruo na ọ kwatu-
ru Morọn ma nweta ala-eze ahụ, ya mere, Morọn biri na ndọkpụ n'agha ụbọchị ya nile nke fọdụrụ; ma o mụtara Korianto.
19 Ma o wee ruo na Korianto
biri na ndọkpụ n'agha ụbọchị ya nile.
20 Ma n'ụbọchị nile nke
Korianto e nwekwara ọtụtụ ndịamụma bịara, ma buo-amụma maka nnukwu na ihe nile ndị dị ịtụ-n'anya, ma kwusaa nchegharị nye ndị ahụ, ma, ma ọbụghị na ha chegharịrị, Onye-nwe Chineke ga-ekpe [a]ikpe megide ha ruo n'ibibi ha kpam-kpam;
21 Mana Onye-nwe ga-ezite
ma-ọbụ kpọbata [a]ndị ọzọ inwere ala ahụ, site n'ike ya n'ụdị ahụ nke o siri kpọta ndị nna ha.
22 Ma ha jụrụ okwu nile nke
ndị-amụma, n'ihi otu nzuzo ha na ihe arụ ọjọọ ha nile.
23 Ma o wee ruo na Korianto
mụtara [a]Ita, ma ọ nwụrụ, ebe o biworo n'ime ndọkpụ n'agha ụbọchị ya nile.

## ISI 12

*Onye-amụma Ita wee gbaa ndị ahụ ume ikwere na Chineke—Moronaị wee kọwagharia ọrụ-ebube nile na ihe-ịtụ-n'anya nile e mere site n'okwukwe—Okwukwe mere ka nwanne-nwoke nke Jared hụ Kraịst—Onye-nwe na-enye ndị mmadụ adịghị-ike ka ha wee dị umeala—Nwanne-nwoke nke Jared bupụrụ ugwu Zirịn site n'okwukwe—Okwukwe, olile-anya, na afọ-ọma dị mkpa na nzọpụta—Moronaị hụrụ Jisus iru na iru.*

MA o wee ruo na ụbọchị nile
nke Ita bụụrụ n'ụbọchị nile nke Koriantamọ; ma [a]Koriantamọ bụụrụ eze na-achị ala ahụ nile.
2 Ma [a]Ita bụụrụ onye-amụma
nke Onye-nwe; ya mere Ita pụtara n'ụbọchị nile nke Koriantamọ, ma malite ibu-amụma nye ndị ahụ, n'ihi na e nweghị ike [b]ịkwụsị ya n'ihi Mụọ nke Chineke nke dịịrị n'ime ya.
3 N'ihi na o [a]tiri mkpu site
n'ụtụtụ, ọbụna ruo n'ọdịda nke anyanwụ, na-agba ndị mmadụ ume ikwere na Chineke ruo n'ichegharị ma ọbụghị otu a

15*a* NGAN Nnupụ-isi.
20*a* NGAN Kpee, Ikpe.
21*a* Ita 13:20–21.
23*a* Ita 1:6; 15:33–34.
**12** 1*a* Ita 13:13–31.
2*a* NGAN Ita.
*b* Jer. 20:9; Inọs 1:26; Alma 43:1.
3*a* OznỌd. 112:5.

ga [b]ebibi ha, na-agwa ha na
site [c]n'okwukwe a na-emezu
ihe nile—
4 Ya mere, onye ọbụla kwere
na Chineke ga-enwe ike jiri
obisike nwee [a]olile-anya maka
ụwa nke ka mma, e, ọbụna ọnọ-
dụ n'aka-nri nke Chineke, bụ
olile-anya nke na-abịa site n'o-
kwukwe, na-eme [b]ndabere nye
mkpụrụ-obi nile nke ụmụ-mma-
dụ, nke ga-eme ka ha kwusie ike
ma guzogide, na-anọgide [c]n'ezi
ọrụ nile oge nile, ebe a na-eduga
ha [d]na-ito Chineke.
5 Ma o wee ruo na Ita buru
amụma nnukwu na ihe ndị dị
ịtụ-n'anya nye ndị ahụ, ndị nke
ha na-ekwereghị, n'ihi na ha
ahụghị ha.
6 Ma ugbua, mụ, Moronaị,
ga-ekwu ihe ole na ole gbasara
ihe ndị a; aga m egosị ụwa na
[a]okwukwe bụ ihe ndị [b]atụrụ
anya ha ma [c]ahụghị ha anya; ya
mere, arụla-ụka n'ihi na unu
ahụghị, n'ihi na unu enwetaghị
aka ebe ruo mgbe a [d]nwalesi-
woro okwukwe unu.
7 N'ihi na ọ bụ site n'okwu-
kwe ka Kraịst jiri gosị ndị nna
anyị onwe ya, mgbe o sịworo
n'ọnwụ bilie; ma o gosịghị ha
onwe ya ruo mgbe ha nweworo
okwukwe na ya; ya mere, ọ ga-
abụrịrị na ụfọdụ nwere okwu-
kwe na ya; n'ihi na o gosịghị
ụwa onwe ya.
8 Kama n'ihi okwukwe nke
ndị mmadụ o gosịwo ụwa onwe
ya, ma nye aha nke Nna otuto,
ma kwado ụzọ nke a ga-esi na
ya ndị ọzọ e wee nwere ike bụrụ
ndị nketa nke onyinye elu-igwe,
ka ha wee nwee olile-anya
maka ihe ndị ahụ nke ha na
ahụbeghị anya.
9 Ya mere, unu nwekwara
ike inwe olile-anya ma bụrụ
ndị nketa nke onyinye ahụ,
ma ọbụrụ na unu ga-enwe
okwukwe.
10 Lee ọ bụụrụ site n'okwu-
kwe ka a [a]kpọrọ ndị mgbe ochie
n'ụdị usoro nsọ nke Chineke.
11 Ya mere, site n'okwukwe
ka e nyere iwu nke Moses. Mana
n'onyinye nke Ọkpara ya ka
Chineke kwadoworo ụzọ nke
[a]kachasị mma karịa; ma ọ bụ
site n'okwukwe ka e mejupụta-
woro ya.
12 N'ihi na ọbụrụ na e nweghị
[a]okwukwe n'etiti ụmụ nke
mmadụ, Chineke enweghị ike
ime [b]ọrụ-ebube ọbụla n'etiti ha;
ya mere, o gosịghị onwe ya ruo
mgbe ha nweworo okwukwe.
13 Lee ọ bụ okwukwe nke
Alma na Amiulek bụ ihe mere
[a]ụlọ-mkpọrọ ahụ jiri tụgharịa
daa n'ala.
14 Lee, ọ bụụrụ okwukwe nke
Nifaị na Lihaị bụ ihe kpatara
[a]mgbanwe ahụ jiri bịakwasị ndị
Leman, nke mere na e mere ha

3*b* Ita 11:12, 20–22.
*c* NGAN Okwukwe.
4*a* NGAN Olile-anya.
*b* Ndị-Hib 6:19.
*c* 1 Ndị-Kọ 15:58.
*d* 3 Nif. 12:16.
6*a* Ndị-Hib 11:1.
*b* Ndi Rom 8:24–25.
*c* Alma 32:21.
*d* 3 Nif. 26:11; OznỌd. 105:19; 121:7–8.
10*a* Alma 13:3–4. NGAN Chineke Kpọrọ, Kpọọ-oku, Ọkpụkpọ-oku.
11*a* 1 Ndị-Kọ 12:31.
12*a* 2 Nif. 27:23; Mosa. 8:18; Moro. 7:37; OznỌd. 35:8–11.
*b* Mat. 13:58; Mọm 9:20.
13*a* Alma 14:26–29.
14*a* Hil. 5:50–52.

baptism jiri ọkụ ma jiri [b]Mụọ
Nsọ.
15 Lee, ọ bụụrụ okwukwe nke
[a]Amọn na ụmụnne ya nwoke
bụ ihe [b]kpatara nnukwu ọrụ-
ebube dị otu ahụ n'etiti ndị
Leman.
16 E, ma ọbụna ndị ahụ nile
nke rụrụ [a]ọrụ-ebube nile rụrụ
ha site [b]n'okwukwe ọbụna ndị
ahụ nke biri tutu Kraịst na kwa
ndị nke biri mgbe ọ bịasịworo.
17 Ma ọ bụụrụ site n'okwu-
kwe ka ndị-na-eso ụzọ atọ ahụ
jiri nweta ikwe nkwa na ha
agaghị [a]edetụ ọnwụ ire; ma ha
enwetaghị ikwe-nkwa ahụ ruo
mgbe ha gosịworo okwukwe.
18 Ma ọbụghị ma o nwere
mgbe onye ọbụla meworo ọrụ-
ebube ruo mgbe ha gosịworo
okwukwe; ya mere, ha buru-ụzọ
kwere n'Ọkpara nke Chineke.
19 Ma e nwere ọtụtụ ndị
okwukwe ha siri ike karịa,
ọbụna [a]tutu Kraịst abịa, ndị a
na-enweghị ike idebe site n'ime
[b]akwa-mgbochi ahụ, kama ha
jịrị anya ha hụ ihe ndị nke ha
jiworo anya nke okwukwe hụ,
ma ha nwere obi-ụtọ.
20 Ma lee, anyị ahụwo n'akụ-
kọ-ndekọta nke a na otu n'ime
ndị a bụụrụ nwanne-nwoke nke
Jared; n'ihi na otu a ka okwu-
kwe ya dịịrị nnukwu n'ime
Chineke, na mgbe Chineke we-
pụtara [a]mkpịsị-aka ya o nweghị
ike izonarị ya nwanne-nwoke
nke Jared, n'ihi okwu ya nke o
gwawooro ya, bụ okwu nke o
nwetaworo site n'okwukwe.
21 Ma mgbe nwanne-nwoke
nke Jared hụworo mkpịsị-aka
nke Onye-nwe, n'ihi [a]ikwe-
nkwa nke nwanne-nwoke nke
Jared nwetaworo site n'okwu-
kwe, Onye-nwe enweghị kwa
ike ijichi ihe ọbụla site n'ọhụ-
hụ-anya ya; ya mere o gosịrị ya
ihe nile, n'ihi na e nweghị kwa
ike ịga n'iru na-edebe ya na
mpụta nke [b]akwa-mgbọchị ahụ.
22 Ma ọ bụ site n'okwukwe
ka ndị nna m nataworo [a]ikwe-
nkwa ahụ na ihe ndị a ga-abịa-
kwute ụmụnne ha site n'aka ndị
Jentaịlụ; ya mere Onye-nwe
enyewo m iwu-nsọ, e, ọbụna
Jisus Kraịst.
23 Ma asịrị m ya: Onye-nwe,
ndị Jentaịlụ ga-akwa ihe ndị a
emo, n'ihi [a]adịghị-ike na-ide ihe
anyị; n'ihi na Onye-nwe i mewo
anyị dike n'okwu site n'okwu-
kwe, mana i mebeghị anyị [b]dike
n'ide ihe; n'ihi na i mewo ndị a
nile ka ha nwe ike ikwu okwu
hie nne, n'ihi Mụọ Nsọ nke i
nyeworo ha;
24 Ma i mewo anyị ka anyị
nwe ike dee ihe nanị ntakịrị,
n'ihi adịchaghị mma nke aka
anyị nile. Lee, i mebeghị anyị
dike [a]n'ide ihe dịka nwanne-
nwoke nke Jared, n'ihi na i mere

14*b* Hil. 5:45;
3 Nif. 9:20.
15*a* Alma 17:29–39.
*b* NB dịka a kọrọ n'ime
Alma, isi nile nke
17–26.
16*a* NGAN Ọrụ Ebube.
*b* Ndị-Hib 11:7–40.
17*a* 3 Nif. 28:7;
Mọm 8:10–12.
19*a* 2 Nif. 11:1–4;
Jekọb 4:4–5;
Jarọm 1:11;
Alma 25:15–16.
*b* Ita 3:6.
NGAN Akwa Mgbochi.
20*a* Ita 3:4.
21*a* Ita 3:25–26.
*b* Ita 3:20;
OznỌd. 67:10–13.
22*a* Inọs 1:13.
23*a* Mọm 8:17; 9:33.
*b* 2 Nif. 33:1.
24*a* NGAN Asụsụ.

ya na ihe ndị nke o dere buru
ibu ọbụna dịka i siri dị, ruo na
ịdọta ndị mmadụ ịgụ ha.
25 I mepụtawo kwa okwu nile
ka ha sie ike ma dị ukwuu, ọbụna nke mere na anyị enweghị
ike ide ha; ya mere, mgbe anyị
na-ede anyị na-ahụ adịghị ike
anyị, ma na-akpọbigharị-ụkwụ
n'ihi otu anyị na-esi edebe
mkpụrụ-okwu anyị nile, ma
egwu na-atụ m adịghị-ama-ama
ndị Jentaịlụ [a]ga-akwa okwu
anyị nile emo.
26 Ma mgbe m kwuworo nke
a, Onye-nwe gwara m okwu,
na-asị: Ndị nzuzu na-[a]akwaemo, mana ha ga-eru uju; ma
amara m zuru-oke maka ndị dị
nwayọ, ka ha ghara irite uru na
adịghị-ike unu;
27 Ma ọbụrụ na ndị mmadụ
bịakwute m aga m egosị ha
[a]adịghị-ike ha. Ana m [b]enye ndị
mmadụ adịghị-ike ka ha wee dị
umeala, ma [c]amara m zuru oke
maka ndị mmadụ nile nke dị
[d]umeala n'iru m; n'ihi na ọbụrụ
na ha dị umeala n'iru m, ma
nwee okwukwe na m, mgbe ahụ
ka m ga-eme ihe ndị [e]na-adịghị
ike ka ha dịrị ike nye ha.
28 Lee, aga m egosị ndị Jentaịlụ
adịghị ike ha, ma aga m egosị ha
na [a]okwukwe, olile-anya na afọọma na-ewetara m — isi mmiri
nke ezi-omume nile.
29 Ma mụ, Moronaị, ebe m nụworo okwu ndị a nile, nwere
nkasi-obi, ma sị: O Onye-nwe,
ka e mee ọchịchọ ezi-omume gị,
n'ihi na a matara m na ị na-arụrụ ụmụ nke mmadụ ọrụ dịka
okwukwe ha siri dị;
30 N'ihi na nwanne-nwoke
nke Jared gwara ugwu Zirịn
ahụ, [a]Pụọ — ma e wepụrụ ya.
Ma ọbụrụ na o nweghị okwukwe, ọ garaghị apụ; ya mere ị
na-arụ ọrụ mgbe ndị mmadụ
nweworo okwukwe.
31 N'ihi na otu a ka i siri gosipụta ndị-na-eso-ụzọ gị onwe
gị; n'ihi na mgbe ha nweworo
[a]okwukwe, ma kwuo okwu
n'aha gị, i gosịrị ha onwe gị na
nnukwu ike.
32 Ma e chetakwara m na i siri
na i kwadowo ụlọ maka ndị
mmadụ, e, ọbụna n'etiti [a]ebe
obibi nile nke Nna gị, n'ime
nke mmadụ ga-enwerịrị [b]olileanya nke kachasị mma karịa;
ya mere mmadụ ga-enwe olileanya, ma-ọbụ ọ gaghị anata
ihe nketa n'ebe ahụ nke i
kwadoworo.
33 Ma ọzọ, echetara m na i
kwuwo na i [a]hụwo ụwa n'anya,
ọbụna ruo n'ịtọgbọ ndụ gị
maka ụwa, ka i wee nwe ike
iwelite kwa ya ọzọ ịkwadoro
ụmụ nke mmadụ ebe.
34 Ma ugbua a matara m na

25*a* 1 Ndị-Kọ 2:14.
26*a* Ndị-Gal. 6:7.
27*a* Jekọb 4:7.
*b* Ọpụ. 4:11; 1 Ndị-Kọ 1:27.
*c* ngan Amara.
*d* Luk 18:10–14; OznỌd. 1:28. ngan Umeala, Ịdị Umeala.
*e* Luk 9:46–48; 2 Ndị-Kọ 12:9.
28*a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13; Moro. 7:39–47.
30*a* Mat. 17:20; Jekọb 4:6; Hil. 10:6, 9. ngan Ike.
31*a* ngan Okwukwe.
32*a* Jọn 14:2; Inọs 1:27; OznỌd. 72:4; 98:18.
*b* ngan Olile-anya.
33*a* Jọn 3:16–17.

[a]ịhụnanya nke a nke i nweworo
n'ebe ụmụ nke mmadụ nọ bụ
afọ-ọma; ya mere, ma ọbụghị
na ndị mmadụ ga-enwe afọ-
ọma ha enweghị ike iketa ebe
ahụ nke i kwadoworo n'ebe
obibi nile nke Nna gị.
35 Ya mere, amatara m site
n'ihe nke a nke i kwuworo, na
ọbụrụ na ndị Jentaịlụ enweghị
afọ-ọma, n'ihi adịghị ike anyị,
na ị ga-achọpụta ha, ma wepụ
[a]onyinye-chi ha, e, ọbụna nke
ahụ ha nataworo, ma nye ya
ndị nke ga-enwe nke karịrị-
akarị.
36 Ma o wee ruo na ekpere m
ekpere nye Onye-nwe ka o wee
nye ndị Jentaịlụ [a]amara, ka ha
wee nwee afọ-ọma.
37 Ma o wee ruo na Onye-nwe
sịrị m: Ọbụrụ na ha enweghị
afọ-ọma ọdịghị ihe o mere
gị, i kwesịwo ntụkwasị-obi; ya
mere, a ga-eme ka uwe gị nile
dị [a]ọcha. Ma n'ihi na ị hụwo
[b]adịghị ike gị a ga-eme ka ị sie
ike, ọbụna ruo n'ịnọdụ ala n'ebe
ahụ nke m kwadoworo n'ebe
obibi nile nke Nna m.
38 Ma ugbua mụ, Moronaị,
na-asị ndị Jentaịlụ nọdụ-nke-
ọma, e, na kwa nye ụmụnne
m ndị m hụrụ-n'anya, ruo
mgbe anyị ga-ezukọ n'iru
[a]oche-ikpe nke Kraịst, ebe
mmadụ nile ga-amata na [b]uwe
m nile enweghị ntụpọ site
n'ọbara unu.
39 Ma mgbe ahụ ka unu ga-
amata na mụ [a]ahụwo Jisus, ma
na ọ gwawo m okwu [b]iru na
iru, ma na ọ gwara m n'obi
umeala dị mfe nghọta, ọbụna
dịka mmadụ na-agwa onye
ọzọ n'asụsụ nke m, gbasara ihe
ndị a.
40 Ma nanị ole na ole ka m
deworo, n'ihi adịghị ike m
n'ide ihe.
41 Ma ugbua, aga m atụnyere
unu uche ka unu [a]chọọ Jisus a
nke ndị-amụma nile na ndị-ozi
nile deworo maka ya, ka amara
nke Chineke Nna, na kwa Onye-
nwe Jisus Kraịst, na Mụọ Nsọ,
nke na [b]agba-ama maka ha, wee
dị ma nọgide n'ime unu ruo
mgbe nile. Amen.

## ISI 13

*Ita wee kwuo maka Jerusalem ọhụ-
rụ a ga ewu na Amerika site na
mkpụrụ-afọ nke Josef—O wee buo-
amụma, a chụpụ ya, wee dee akụkọ
ndị Jared, ma buo amụma mbibi
nke ndị Jared—Ịlụ-agha wee biri
ọkụ n'ala ahụ nile.*

MA ugbua mụ, Moronaị, na-aga
n'iru idecha akụkọ-ndekọta m
gbasara mbibi nke ndị ahụ nke
m na-ede maka ha.
2 N'ihi na lee, ha jụrụ okwu
nile nke Ita; n'ihi na ọ gwara
ha maka ihe nile n'ezi-okwu,
site na mmalite nke mmadụ;

34*a* Moro. 7:47.
NGAN Afọ-ọma; Ịhụnanya.
35*a* Mat. 25:14–30.
NGAN Onyinye; Talent.
36*a* NGAN Amara.
37*a* OznỌd. 38:42; 88:74–75; 135:4–5.
*b* Ita 12:27.
38*a* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.
*b* Jekọb 1:19.
39*a* NGAN Jisus Kraịst—Ị pụta ìhè nile nke Kraịst mgbe o nweta sịwororị anụ arụ.
*b* Jen. 32:30; Ọpụ. 33:11.
41*a* OznỌd. 88:63; 101:38.
*b* 3 Nif. 11:32.

ma na mgbe mmiri nile ahụ
[a]laghachịworo azụ pụọ site
n'elu ala nke a, ọ ghọrọ ala nke
a họọrọ karịa ala ndị ọzọ nile,
ala nke Onye-nwe họọrọ; ya
mere Onye-nwe ga-achọ ka
mmadụ nile ndị bi n'elu iru ya
[b]jeere ya ozi;
3 Ma na ọ bụụrụ ebe nke
[a]Jerusalem ọhụrụ ahụ, nke [b]ga-
agbadata site n'elu-igwe, na ebe
mgbaba dị nsọ nke Onye-nwe.
4 Lee, Ita hụrụ ụbọchị nile
nke Kraịst, ma o kwuru okwu
gbasara otu [a]Jerusalem Ọhụrụ
n'ala nke a.
5 Ma o kwukwara gbasara
ụlọ nke Israel, na [a]Jerusalem
ahụ ebe nke [b]Lihaị ga-esite
abịa—mgbe a ga-ebibi ya a
ga-ewulite kwa ya ọzọ, [c]obodo-
ukwu dị nsọ nye Onye-nwe; ya
mere, ọ gaghị enwe ike ibu
Jerusalem ọhụrụ n'ihi na ọ diwo
rịị n'oge mgbe ochie; ma a ga-
ewulite kwa ya ọzọ ma bụrụzie
obodo-ukwu dị nsọ nke Onye-
nwe; ma a ga-ewu ya nye ụlọ
nke Israel—
6 Ma na otu [a]Jerusalem Ọhụrụ
ka a ga-ewulite n'elu ala nke a,
nye ndị nke fọdụrụ na mkpụ-
rụ-afọ nke [b]Josef, maka ihe ndị
nke e nweworo [c]ụdị ya.
7 N'ihi na dịka Josef kpọdatara
nna ya n'ime ala nke [a]Ijipt,
ọbụna otu ahụ ọ nwụrụ n'ebe
ahụ; ya mere, Onye-nwe kpọ-
pụtara ndị nke fọdụrụ na mkpụ-
rụ-afọ nke Josef site n'ala nke
Jerusalem, ka o wee meere
mkpụrụ-afọ nke Josef ebere ka
ha wee ghara [b]ịla-n'iyi, ọbụna
dịka o siri meere nna nke Josef
ebere ka ọ ghara ịla n'iyi.
8 Ya mere, ndị nke fọdụrụ
n'ụlọ nke Josef a ga-ewulite ha
n'elu [a]ala nke a; ma ọ ga-abụ
ala nke nketa ha; ma ha ga-
ewulite obodo-ukwu dị nsọ nye
Onye-nwe, dịka Jerusalem nke
ochie ahụ; ma a gaghị [b]agwakọ-
takwa ha ọzọ, ruo mgbe ọgwụ-
gwụ ahụ ga-abịa mgbe ụwa
ga-agafe.
9 Ma a ga-enwe [a]elu-igwe ọhụ-
rụ na ụwa ọhụrụ; ma ha ga-adị
ka nke ochie ahụ ma ewezuga
na nke ochie agafewo, ma ihe
nile adịwo ọhụrụ.
10 Ma mgbe ahụ ka Jerusalem
Ọhụrụ ga-abịa; ma ngọzi ga-
adịrị ndị ga-ebi n'ime ya, n'ihi
na ọ bụ ha ka uwe ha nile dị
[a]ọcha site n'ọbara nke Nwa-atụ-
rụ ahụ; ma ha bụ ndị ahụ a
gụnyere n'etiti mkpụrụ-afọ nke
Josef ndị nke fọdụrụ, ndị bụ nke
ụlọ nke Israel.
11 Ma mgbe ahụ kwa ka

**13** 2*a* Jen. 7:11–24; 8:3.
*b* Ita 2:8.
3*a* 3 Nif. 20:22; 21:23–24. NGAN Jerusalem Ọhụrụ.
*b* Mkpu. 3:12; 21:2.
4*a* NGAN Zaịọn.
5*a* NGAN Jerusalem.
*b* 1 Nif. 1:18–20.
*c* Mkpu. 21:10; 3 Nif. 20:29–36.
6*a* OznỌd. 42:9; 45:66–67; 84:2–5; Ndep. Ok 1:10.
*b* NGAN Josef, Nwa-nwoke nke Jekọb.
*c* Alma 46:24. NGAN Àkàrá.
7*a* Jen. 46:2–7; 47:6.
*b* 2 Nif. 3:5.
8*a* NGAN Ala e Kwere na Nkwa.
*b* Moro. 10:31.
9*a* 2 Pita 3:10–13; Mkpu. 21:1; 3 Nif. 26:3; OznỌd. 101:23–25.
10*a* Mkpu. 7:14; 1 Nif. 12:10–11; Alma 5:27.

Jerusalem nke ochie ahụ ga-
abịa; na ndị nile bi n'ime ya,
ngọzi na-adịrị ha, n'ihi na a
sawo ha n'ọbara nke Nwa-atụrụ
ahụ; ma ha bụ ndị ahụ e kpọsa-
sịrị ma [a]kpọkọta ha bata site
n'akụkụ anọ nile nke ụwa, na
site na [b]mba nile ndị dị n'elu-
elu, ma ha bụ ndị nketa nke
mmejupụta nke ọgbụgba-ndụ
ahụ nke Chineke mere ya na nna
ha, [c]Abraham.
12 Ma mgbe ihe ndị a bịara,
ga-eweta na mmezu akwụkwọ-
nsọ nke siri, e nwere ndị nke
bụụrụ [a]ndị mbụ, ndị ga-abụ ndị
ikpe-azụ, ma e nwere ndị bụụrụ
ndị ikpe-azụ, ndị ga-abụ ndị
mbụ.
13 Ma a chọrọ m ide ihe karịa,
ma e gbochiri m, mana nnukwu
na ịtụ n'anya ka amụma nile
nke Ita dị; ma ha weere ya ka
ihe na-adịghị mkpa, ma chụpụ
ya; ma o zoro onwe ya n'ime
ọgba nke nkume n'ehihie, ma
n'abalị ọ gapụrụ na-ele ihe nile
nke ga-abịakwasị ndị ahụ.
14 Ma dịka ọ na-ebi n'ime ọgba
nke nkume o mere akụkọ-nde-
kọta nke a nke fọdụrụ, na-ele
mbibi nile nke bịakwasịrị ndị
ahụ, n'abalị.
15 Ma o wee ruo na n'ime
otu afọ ahụ n'ime nke a chụpụrụ
ya site n'etiti ndị ahụ a mali-
tere inwe nnukwu ịlụ-agha
n'etiti ndị ahụ, n'ihi na e nwere
ọtụtụ ndị bilitere, ndị bụ
dike, ma chọọ ibibi Koriantamọ
site n'atụmatụ nzuzo nile nke
ajọọ-omume ha, nke e kwuworo
maka ya.
16 Ma ugbua Koriantamọ, ebe
ọ gbaworo mbọ mmụta, n'onwe
ya, na nka nile nke ịlụ-agha na
aghụghọ nile nke ụwa, ya mere
o nyere ndị nke chọrọ ibibi ya
agha.
17 Mana o chegharịghị, ọbụ-
ghị ma ọmarịcha ụmụ-nwoke ya
na ụmụ-nwanyị ha chegharịrị;
ọbụghị ma ọmarịcha ụmụ-nwo-
ke na ụmụ-nwanyị nke Koho ha
chegharịrị; ọbụghị ma ọmarịcha
ụmụ-nwoke na ụmụ-nwanyị
nke Korịho ha chegharịrị; ma
na mkpirisi, ọdịghị onye ọbụla
n'ime ọmarịcha ụmụ nwoke na
ụmụ-nwanyị n'elu iru nke ala
ahụ nile nke chegharịrị site na
mmehie ha nile.
18 Ya mere, o wee ruo na n'ime
afọ nke mbụ nke Ita biri n'ime
ọgba nke nkume, e nwere ọtụtụ
ndị mmadụ ndị e gburu site na
mma-agha nke [a]ntụgwa nzuzo
nile ndị ahụ, na-alụso Korian-
tamọ ọgụ ka ha wee nweta
ala-eze ahụ.
19 Ma o wee ruo na ụmụ-
nwoke nke Koriantamọ lụrụ
nnukwu ọgụ ma gbaa nnukwu
ọbara.
20 Ma n'ime afọ nke abụọ
okwu nke Onye-nwe bịaruru
Ita, na ọ ga-eje ma buoro
[a]Koriantamọ amụma na, ọbụrụ
na ọ ga-echegharị, na ndị
nile ya na ha bi, Onye-nwe
ga-enye ya ala-eze ya ma debe
ndị ahụ ndụ —

11*a* NGAN Israel—
Mkpokọta nke Israel.
*b* OznỌd. 133:26–35.
*c* NGAN Ọgbụgba-ndụ
nke Abraham.
12*a* Mak. 10:31;
1 Nif. 13:42;
Jekọb 5:63;
OznỌd. 90:9.
18*a* Ita 8:9–26.
20*a* Ita 12:1–2.

21 Ma ọ dịghị otu ahụ a ga-ebibi ha, na ndị nile ha na ya bi ma ọbụghị ya n'onwe ya. Ma ọ ga-adị ndụ nanị ka o wee hụ mmejupụta nke amụma nile nke e kwuworo gbasara [a]ndị ọzọ naanata ala ahụ maka ihe nketa ha; ma Koriantamọ kwesịrị ịnata olili site n'aka ha; ma mkpụrụobi ọbụla a ga-ebibi ya ma ewezuga [b]Koriantamọ.

22 Ma o wee ruo na Koriantamọ echegharịghị, ọbụghị ma ndị ya na ha bi ha chegharịrị, ọbụghị ma ndị ahụ ha chegharịrị; ma ịlụ-agha nile akwụsịghị; ma ha chọrọ igbu Ita, mana ọ gbapụrụ site n'iru ha ma zoo kwa ọzọ n'ime ọgba nke nkume ahụ.

23 Ma o wee ruo na Shared bilitere, ma o nyekwara Koriantamọ ịlụ-agha; ma o meriri ya, nke mere na n'afọ nke atọ o wetara ya n'ime ndọkpụ nke agha.

24 Ma ụmụ-nwoke nke Koriantamọ, n'afọ nke anọ, meriri Shared, ma nweta kwa ala-eze ahụ ọzọ nye nna ha.

25 Ugbua a malitere inwe ịlụagha n'elu iru nke ala ahụ nile, nwoke ọbụla na ndị otu ya naalụ maka ihe nke ọ chọrọ.

26 Ma e nwere ndị-ori, ma na mkpirisi, ụdị ajọọ-omume nile dị iche iche n'elu iru nile nke ala ahụ.

27 Ma o wee ruo na Koriantamọ wesoro Shared iwe karịa, ma ọ gara imegide ya, ya na ndịagha ya n'ịlụ-agha; ma ha zutere na nnukwu iwe, ma ha zutere na ndagwurugwu nke Gịlgal; ma ịlụ-agha ahụ dịziri egwu karịa.

28 Ma o wee ruo na Shared lụrụ ọgụ megide ya n'ohere nke ụbọchị atọ. Ma o wee ruo na Koriantamọ meriri ya, ma chụọ ya ọsọ ruo mgbe ọ bịaruru n'ala dị larịị nke Heshlọn.

29 Ma o wee ruo na Shared nyekwara ya ịlụ-agha ọzọ n'elu ala ahụ dị larịị, ma lee, o merịri Koriantamọ, ma chụghachị ya azụ ruo na ndagwurugwu nke Gịlgal ahụ.

30 Ma Koriantamọ nyekwara Shared ịlụ-agha ọzọ n'ime ndagwurugwu nke Gịlgal ahụ, n'ime nke o merịri Shared ma gbuo ya.

31 Ma Shared merụrụ Koriantamọ arụ n'apata ụkwụ ya, nke mere na ọ gaghị kwa ịlụ-agha ọzọ n'ohere nke afọ abụọ, n'ime oge nke ndị ahụ bi n'elu iru nke ala ahụ na akwafu ọbara ma ọdịghị onye nwere ike ịkwusị ha.

## ISI 14

*Ajọọ-omume nke ndị ahụ wee weta ọbụbụ-ọnụ n'ala ahụ — Koriantamọ wee gaa n'ịlụ-agha megide Gịlied, emesịa Lịb, ma emesịa Shịz — Ọbara na nnukwu-igbummadụ wee jupụta ala ahụ.*

1 Ma ugbua a malitere inwe nnukwu [a]ọbụbụ-ọnụ n'ala ahụ n'ihi ajọọ-omume nke ndị ahụ, n'ime nke, ọbụrụ na mmadụ ga-atọgbọ ngwa-ọrụ ya ma-ọbụ mma-

21[a] Omnai 1:19–21; Ita 11:21.
[b] Ita 15:29–32.
**14** 1[a] Hil. 12:18; 13:17–23; Mọm 1:17–18; 2:10–14.

agha ya n'elu ebe ntụkwasị-ihe
ya, ma-ọbụ n'elu ebe nke ọ ga-
edebe ya, lee, n'echi ya, ọ gaghị
achọta ya, oke nnukwu ka ọbụ-
bụ-ọnụ ahụ dị n'ala ahụ.
2 Ya mere onye ọbụla jidesiri
aka ya abụọ ike n'ihe nke bụ nke
ya, ma ha achọghị ịgbazi ihe
ọbụghị ma ha chọrọ ịgbazinye
ihe; ma nwoke ọbụla debere isi-
mma agha ya n'aka nri ya, na
nchekwa nke ihe-onwunwe ya
na ndụ nke ya na ndị nwunye
ya na ụmụ ya.
3 Ma ugbua, mgbe ohere nke
afọ abụọ gasịrị, na mgbe Shared
nwụsịrị, lee, e nwere nwanne-
nwoke nke Shared biliri ma
o nyere Koriantamọ ịlụ-agha,
n'ime nke Koriantamọ meriri
ya ma chụọ ya ọsọ ruo na ọzara
nke Ekịsh.
4 Ma o wee ruo na nwanne-
nwoke nke Shared nyere ya ịlụ-
agha n'ime ọzara nke Ekịsh ahụ;
ma ịlụ-agha ahụ diziri egwu ka-
rịa, ma ọtụtụ puku dara site na
mma-agha.
5 Ma o wee ruo na Koriantamọ
gbara ha gburu-gburu ruo n'ọ-
zara ahụ; ma nwanne-nwoke
nke Shared zọrọ-ije site n'ọzara
ahụ pụọ n'abalị ma gbuo otu
akụkụ nke ndị-agha nke Korian-
tamọ, mgbe ha ñụbigara mma-
nya oke.
6 Ma ọ bịaruru n'ala nke
Morọn, ma debe onwe ya n'elu
oche-eze nke Koriantamọ.
7 Ma o wee ruo na Koriantamọ
biri n'ime ọzara ahụ ya na ndị-
agha ya n'ohere nke afọ abụọ,
n'ime nke o nwetara nnukwu
ume o nyere ndị-agha ya.
8 Ugbua nwanne-nwoke nke
Shared, onye aha ya bụụrụ
Gịlied, natakwara nnukwu ume
o nyere ndị-agha ya, n'ihi ihe
ntugwa nzuzọ nile.
9 Ma o wee ruo na onye isi
nchụ-aja ya gburu ya mgbe ọ
nọdụrụ n'elu oche-eze ya.
10 Ma o wee ruo na otu onye
nke ihe ntugwa nzuzo nile ahụ
gburu ya n'ụzọ nzuzo nta, ma
nwetara onwe ya ala-eze ahụ;
ma aha ya bụụrụ Lịb; ma Lịb
bụụrụ nwoke nke toro nnukwu
ogologo, karịa onye ọbụla ọzọ
n'etiti ndị ahụ nile.
11 Ma o wee ruo na n'afọ nke
mbụ nke Lịb, Koriantamọ gba-
gotara rute n'ala nke Moron,
ma nye Lịb ịlụ-agha.
12 Ma o wee ruo na ọ lụsoro
Lịb ọgụ, n'ime nke Lịb kụrụ ya
ihe n'aka nke mere na e meruru
ya arụ; otu o sila dị, ndị-agha
nke Koriantamọ gara n'iru chụ-
so Lịb, nke mere na ọ gbagara na
oke-ala nile dị n'elu ikpere-
mmiri ahụ.
13 Ma o wee ruo na Korianta-
mọ chụrụ ya ọsọ; ma Lịb nyere
ya ịlụ-agha n'elu ikpere-mmiri
ahụ.
14 Ma o wee ruo na Lịb me-
kpara ndị-agha nke Koriantamọ
arụ, nke mere na ha gbapụkwa-
ra ọzọ gaa n'ọzara nke Ekịsh
ahụ.
15 Ma o wee ruo na Lịb chụrụ
ya ọsọ ruo mgbe ọ bịaruru n'ala
dị larịị nke Egọsh. Ma Korianta-
mọ akpọrọwo ndị nile tinyere
onwe ya mgbe ọ na-agbafe n'iru
Lịb n'akụkụ ala ahụ nke ọ
gbagara.
16 Ma mgbe ọ bịaruworo n'ala
ahụ dị larịị nke Egọsh o nyere

Lịb ịlụ-agha, ma ọ kụgidere ya
ihe ruo mgbe ọ nwụrụ; otu o sila
dị, nwanne-nwoke nke Lịb bịara
megide Koriantamọ n'onodu ya,
ma ịlụ-agha ahụ dịziri egwu ka-
rịa, n'ime nke Koriantamọ gba-
pụkwara ọzọ n'iru ndị-agha nke
nwanne-nwoke nke Lib.
17 Ugbua aha nke nwanne-
nwoke nke Lịb bụụrụ Shịz. Ma o
wee ruo na Shịz chụrụ Korianta-
mọ ọsọ, ma ọ kwaturu ọtụtụ
obodo-ukwu, ma o gburu ma
ndịnyom ma ụmụ-ntakịrị, ma ọ
gbara obodo-ukwu ndị ahụ ọkụ.
18 Ma e nwere ịtụ-egwu nke
Shịz, n'akụkụ nile nke ala ahụ;
e, iti-mkpu gazuru site n'akụkụ
nile nke ala ahụ—Onye ga-
enwe ike guzoro n'iru ndị-agha
nke Shịz? Lee, ọ na-azachasị ala
ahụ n'iru ya!
19 Ma o wee ruo na ndị ahụ
malitere ịgbakọta ọnụ n'igwe
ndị-agha nile, n'akụkụ iru nile
nke ala ahụ.
20 Ma e kewara ha ekewa; ma
otu akụkụ n'ime ha gbafere ga-
kwuru ndị-agha nke Shịz, ma otu
akụkụ n'ime ha gbafere gakwu-
ru ndị-agha nke Koriantamọ.
21 Ma nnukwu na ịnọ-ọdụ ka
ịlụ-agha ahụ dịworo, ma ogolo-
go ka ọnọdụ nke ịkwafu-ọbara
ahụ na nnukwu igbu-mmadụ
dịworo, nke mere na iru nke ala
ahụ nile jupụtara [a]n'arụ nile nke
ndị nwụrụ-anwụ.
22 Ma n'ike na ọsọ-ọsọ ka ịlụ-
agha ahụ dịịrị nke mere na ọdị-
ghị onye fọdụrụ ga-eli ndị ahụ
nwụrụ-anwụ, ma ha zọghachi-
ri ije site n'ịkwafu ọbara ruo
n'ịkwafu ọbara, na-ahapụ arụ
nile ma nke ndịkom, ma ndị-
nyom, ma ụmụ-ntakịrị a wụsa-
sịrị n'elu iru nke ala ahụ, ka
ha ghọọ ihe oriri nye [a]ikpuru
nile nke anụ-arụ.
23 Ma ísì ya gazuru n'elu
iru nke ala ahụ, ọbụna n'elu iru
nile nke ala ahụ; ya mere o
sogburu ndị ahụ n'ehihie ma
n'abalị, n'ihi ísì dị n'ebe ahụ.
24 Otu o sila dị, Shịz akwusị-
ghị ịchụ Koriantamọ ọsọ; n'ihi
na ọ ñụwo-iyi ibọrọ onwe ya
ụbọ n'arụ Koriantamọ maka
ọbara nke nwanne ya nwoke,
nke e gbuworọrịị, na okwu nke
Onye-nwe nke bịakwutere Ita
na Koriantamọ agaghị ada site
na mma-agha.
25 Ma otu a, anyị na-ahụ na
Onye-nwe letara ha n'uju nke
iwe ya, ma ajọọ-omume ha na
ihe arụ nile akwadowọrịị ụzọ
maka mbibi mgbe nile na-adi-
gide ha.
26 Ma o wee ruo na Shịz chụ-
gara Koriantamọ ọsọ n'akụkụ
ọwụwa-anyanwụ, ọbụna ruo
n'oke-ala dị n'akụkụ ikpere-
mmiri, ma n'ebe ahụ o nyere
Shịz ịlụ-agha n'ohere nke ụbọ-
chị atọ.
27 Ma oke egwu ka mbibi nke
dị n'etiti ndị-agha nke Shịz
dịịrị nke mere na ndị ahụ mali-
tere ịtụ egwu-mberede, ma ma-
lite ịgbafu n'iru ndị-agha nile
nke Koriantamọ; ma ha gbagara
n'ala nke Korịho, ma zachapụ
ndị nile bi n'ime ya n'iru ha, ndị
nile nke na-ekweghị isoro ha.
28 Ma ha rụnyere ụlọ ikwuu

21*a* Ita 11:6.
22*a* Aisa. 14:9–11.

ha na ndagwurugwu nke Koriho; ma Koriantamọ rụnyere ụlọ-ịkwuu ya nile na ndagwurugwu nke Shaa. Ugbua ndagwurugwu nke Shaa ahụ dịịrị nso n'ugwu Komno; ya mere, Koriantamọ kpọkọtara ndị-agha ya nile ọnụ n'elu ugwu Komno ahụ, ma gbuoro ndị-agha nke Shịz opi iji kpọbata ha n'ịlụ-agha.

29 Ma o wee ruo na ha bịarutere, mana a chụghachị-kwara ha ọzọ; ma ha bịakwara nke ugboro abụọ, ma a chụghachịkwara ha ọzọ nke ugboro abụọ. Ma o wee ruo na ha bịa-kwara ọzọ nke ugboro atọ, ma ịlụ-agha ahụ dịziri egwu karịa.

30 Ma o wee ruo na Shịz kụrụ Koriantamọ ihe n'elu arụ nke mere na o nyere ya ọtụtụ mmerụ-arụ miri-emi; ma Koriantamọ, ebe ọ tufuworo ọbara ya, dara mba, ma e bupụrụ ya dịka a ga-asị na o nwụrụ anwụ.

31 Ugbua ntụfu nke ndịkom, ndịnyom na ụmụ-ntakịrị n'akụkụ abụọ nile ahụ buru oke ibu nke mere na Shịz nyere ndị nke ya iwu ka ha ghara ịchụ ndị-agha nile nke Koriantamọ ọsọ; ya mere ha laghachịrị n'ebe izu ike ha.

## ISI 15

*E gburu ọtụtụ nde ndị Jared n'ịlụ-agha—Shịz na Koriantamọ wee kpọkọọ ndị ahụ nile n'ịlụ-ọgụ ọnwụ—Mụọ nke Onye-nwe kwụsịrị ịnọnyere ha—E bibiri ndị mba Jared kpam-kpam—Nanị Koriantamọ fọdụrụ.*

Ma o wee ruo mgbe Koriantamọ nwetara ọgwụgwọ nke mmerụ-arụ ya nile, o malitere icheta [a]okwu nile nke Ita gwaworo ya.

2 Ọ hụrụ na e gbuwọrịị site na mma-agha ihe dịka ndị nke ya nde abụọ, ma ọ malitere inwe mwute n'ime obi ya; e, e gbuwọrịị ndịkom dike nde abụọ, na kwa ndị nwunye ha na ụmụ ha.

3 Ọ malitere ichegharị site n'ihe-ọjọọ nke ha meworo; ọ malitere icheta okwu nile nke e kwuworo site n'ọnụ nke ndị-amụma nile, ma ọ hụrụ ha na e mezuru ha ruo otu a, mpekele ọbụla; ma mkpụrụ-obi ya ruru uju ma jụ ka a kasie ya obi.

4 Ma o wee ruo na o dere akwụkwọ-ozi nye Shịz, na-achọ ka o debe ndị ya ndụ, ma ọ ga-enyepụ ala-eze ahụ n'ihi ndụ nile nke ndị ahụ.

5 Ma o wee ruo na mgbe Shịz nataworo akwụkwọ-ozi ya o dere akwụkwọ-ozi nye Koriantamọ, sị na ọbụrụ na ọ ga-enyepụ onwe ya, na ya ga-eji mma-agha nke ya gbuo ya, na ya ga-edebe ndụ nile nke ndị ahụ.

6 Ma o wee ruo na ndị ahụ echegharịghị site n'ajọọ-omume ha; ma a kpasuru ndị nke Koriantamọ iwe megide ndị nke Shịz; ma a kpasuru ndị nke Shịz iwe megide ndị nke Koriantamọ; ya mere, ndị nke Shịz nyere ndị nke Koriantamọ ịlụ-agha.

7 Ma mgbe Koriantamọ hụrụ na ya agala ịda ọ gbapụkwara ọzọ n'iru ndị nke Shịz.

**15** 1*a* Ita 13:20–21.

8 Ma o wee ruo na o bịaruru
na mmiri nile nke Rịpliankọm,
nke site na nsụgharị-asụsụ, bụ
buru ibu, ma-ọbụ ịkarị ha nile;
ya mere, mgbe ha bịaruru mmiri
nile ndị a ha rụnyere ụlọ-ịkwuu
ha; ma Shịz rụnyekwara ụlọ-
ịkwuu ya na nsọ ha; ma ya mere
n'echi ya, ha bịara ịlụ-agha.
9 Ma o wee ruo na ha lụrụ agha
dị egwu karịa, n'ime nke e me-
rụkwara Koriantamọ arụ ọzọ, ma
ọ dara mba site n'itufu ọbara.
10 Ma o wee ruo na ndị-agha
nile nke Koriantamọ kwagidere
ndị-agha nile nke Shịz nke mere
na ha meriri ha, ha mere ha ka
ha gbafuo n'iru ha; ma ha gbala-
ra n'ebe ndịda-ndịda, ma rụnye
ụlọ-ịkwuu ha n'ebe nke a na-
akpọ Ọgat.
11 Ma o wee ruo na ndị-agha
nke Koriantamọ rụnyere ụlọ-
ịkwuu ha nile n'akụkụ ugwu
Rama; ma ọ bụụrụ n'otu ugwu
ahụ ebe nna m Mọmọn [a]zolite-
re akụkọ-ndekọta nile ahụ nye
Onye-nwe, nke dị nsọ.
12 Ma o wee ruo na ha kpọkọ-
tara ndị ahụ nile ọnụ n'elu iru
nile nke ala ahụ, ndị a na-egbu-
beghị, ma ewezuga nanị Ita.
13 Ma o wee ruo na Ita hụrụ
ihe nile nke ndị ahụ na-eme; ma
ọ hụrụ na ndị ahụ nke nọnyere
Koriantamọ, a kpọkọtara ha ọnụ
ha na ndị-agha nke Koriantamọ;
ma ndị ahụ nke nọnyere Shịz a
kpọkọtara ha ọnụ ha na ndị-
agha nke Shịz.
14 Ya mere, ha nọ n'ohere nke
afọ anọ na-akpọkọta ndị ahụ
ọnụ, ka ha wee nwe ike nwetacha
ndị nile nke nọ n'elu iru nke ala
ahụ, na ka ha wee nwe ike nata
ume nile nke kwere omume na
ha nwere ike ịnata.
15 Ma o wee ruo mgbe a kpọ-
kọtachaworo ha nile ọnụ, onye
ọbụla na ndị-agha nke ọ chọrọ,
ha na ndị nwunye ha na ụmụ
ha — ma ndịkom, ndịnyom na
ụmụ-ntakịrị e nyere ngwa-ọgụ
nile nke agha ebe ha ji ihe-ize-
mgbọ nile, na [a]epekele-nchekwa-
obi nile, na epekele-mkpuchi-isi
nile ma ebe e jikeworo ha n'ụdị
nke ịlụ-agha — ha zọpụrụ-ije otu
megide ibe ya n'ịlụ-agha; ma
ha lụrụ ọgụ ụbọchị ahụ nile,
ma ọdịghị ndị meriri.
16 Ma o wee ruo mgbe o
ruru abalị ike gwụrụ ha, ma ha
laghachịrị n'ebe izu-ike ha
nile; ma mgbe ha laghachịworo
n'ebe izu-ike ha nile ha welite-
re ogologo iti-mkpu na ịkwa
akwa arịrị maka ntufu nke ndị
nke ha e gburu; ma nnukwu ka
iti-mkpu ha nile dịịrị, ogologo-
iti-mkpu na ịkwa-akwa arịrị
ha nile, nke mere na ha tikara
ikuku karịa.
17 Ma o wee ruo na n'echi ya
ha gakwara ọzọ n'ịlụ-agha, ma
nnukwu na egwu ka ụbọchị ahụ
dịịrị; otu o sila dị, ọdịghị ndị
meriri, ma mgbe abalị bịakwara
ọzọ ha jiri iti mkpu ha nile, iti
ogologo mkpu ha nile, na iru-
uju nile tịka ikuku, n'ihi ntufu
nke ndị nke ha e gburu.
18 Ma o wee ruo na Korianta-
mọ degakwaara Shịz akwụkwọ-
ozị ọzọ, na-achọ ka ọ ghara ịbịa-
kwa ọzọ n'ịlụ-agha, mana na ya

11*a* Mọm 6:6.
15*a* Mosa. 8:7–10.

ga-ewere ala-eze ahụ, ma debe
ndụ nile nke ndị ahụ.
19 Mana lee, Mụọ nke Onye-
nwe akwụsịwo ịnọnyere ha, ma
[a]Setan nwere ike n’uju n’obi
nile nke ndị ahụ; n’ihi na ha
nyepụrụ onwe ha n’isi ike nile
nke obi ha, na ikpu-isi nke echi-
che ha ka e wee bibie ha; ya
mere ha ga kwara ịlụ agha ọzọ.
20 Ma o wee ruo na ha lụrụ
ọgụ ụbọchị ahụ nile, ma mgbe
abalị bịara ha rạhụrụ-ụra n’elu
mma-agha ha nile.
21 Ma n’echi ya ha lụrụ ọgụ
ọbụna ruo mgbe abalị bịara.
22 Ma mgbe abalị bịara ha
[a]ñụbigara iwe oke dịka mma-
nya, ọbụna dịka nwoke nke ñụ-
bigara mmanya oke; ma ha ra-
hụkwara ọzọ n’elu mma-agha
ha nile.
23 Ma n’echi ya ha lụrụ ọgụ
ọzọ; ma mgbe abalị bịara ha nile
adawọrịị site na mma-agha ewe-
zuga nanị iri ise na abụọ nke ndị
nke Koriantamọ, na iri isii na ite-
ghete nke ndị nke Shịz.
24 Ma o wee ruo na ha rahụrụ
n’elu mma-agha ha nile n’abalị
ahụ, ma n’echi ya ha lụrụ ọgụ
ọzọ, ma ha doro ndọrọ-ndọrọ
n’ike ha nile jiri mma-agha ha
nile na ihe-ize-mgbọ ha nile,
ụbọchị ahụ nile.
25 Ma mgbe abalị bịara e nwe-
re iri atọ na abụọ nke ndị nke
Shịz, na iri abụọ na asaa nke
ndị nke Koriantamọ.
26 Ma o wee ruo na ha riri ihe
ma rahụ ụra, ma jikere maka
ọnwụ n’echi ya. Ma ha buru
ibu ma sie ike dịka n’ume nke
mmadụ.
27 Ma o wee ruo na ha lụrụ ọgụ
n’ohere nke oge-awa atọ, ma ha
dara-mba site n’ịtụfu ọbara.
28 Ma o wee ruo na mgbe ndị-
kom nke Koriantamọ nataworo
ume nke ga-ezu ka ha nwee ike
gaa ije, ha chọrọ ịgbapụ maka
ndụ ha; mana lee, Shịz biliri, na
kwa ndị ya, ma ọ ñụrụ-iyi n’iwe
ya na ya ga-egbu Koriantamọ ma-
ọbụ laa n’iyi site na mma-agha.
29 Ya mere, ọ chụrụ ha ọsọ,
ma n’echi ya ọ chụfere ha; ma
ha jịkwara mma-agha lụọ ọgụ
ọzọ. Ma ọ wee ruo na mgbe ha
[a]nile daworo site na mma-agha,
ma ọbụghị nanị Koriantamọ na
Shịz, lee Shịz adawọrịị mba site
n’ịtụfu ọbara.
30 Ma o wee ruo na mgbe
Koriantamọ dabereworo n’elu
mma-agha ya, ka o wee zuru
nwantịntị ike, o bepụrụ isi nke
Shịz.
31 Ma o wee ruo na mgbe o
bepụworo isi nke Shịz, na Shịz
bilitere n’aka ya abụọ ma daa;
ma mgbe ọ gbaworo lịka-lịka
maka ikute ume, ọ nwụrụ.
32 Ma o wee ruo na [a]Korian-
tamọ dara n’ala, ma dizie ka a
ga-asị na o nweghị ndụ.
33 Ma Onye-nwe gwara Ita
okwu, ma sị ya: Gaa. Ma ọ gara
n’iru, ma hụ na okwu nile nke
Onye-nwe e mezuwo ha nile;
ma o dechara [a]akụkọ-ndekọta
ya; (ma otu ụzọ n’ime otu narị
edebeghị m ya) ma o zoro ha
n’ụdị nke ndị Lịmhaị chọtara ha.

19*a* NGAN Ekwensu.
22*a* Moro. 9:23.
29*a* Ita 13:20–21.
32*a* Omnai 1:20–22.
33*a* Mosa. 8:9;
Alma 37:21–31;
Ita 1:1–5.

34 Ugbua okwu ndị ikpe-azụ
nke [a]Ita dere bụ ndị a: Ma
Onye-nwe ọ chọrọ ka e nwogha-
rịa m, ma-ọbụ ka m taa ahụhụ
dịka ọchịchọ nke Onye-nwe
n'anụ-arụ siri dị, ọdịghị ihe o
mere, ma ọbụrụ na ọ ga-eme
ka a zọpụta m n'ala-eze nke
Chineke. Amen.

# Akwụkwọ nke Moronaị

## ISI 1

*Moronaị wee dee maka irite uru nke ndị Leman — Ndị Nifaị ndị nke na-ajụghị Kraịst e gburu ha. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

UGBUA mụ, [a]Moronaị,
mgbe m bịachaworo na
ngwụcha ide na nke-nke nke
nkọwasị nke ndị nke Jared,
echere m rị na-agaghị m ede
kwa ọzọ, mana anwụbeghị m;
ma anaghị m eme onwe m ka
ndị Leman mata m eleghị anya
ha ga-egbu m.
2 N'ihi na lee, [a]ịlụ-agha ha nile
dị egwu n'etiti onwe ha; ma
n'ihi ịkpọ-asị ha, ha [b]gburu onye
Nifaị ọbụla nke na-agaghị agọ-
narị Kraịst ahụ.
3 Ma mụ, Moronaị, agaghị
[a]agọnarị Kraịst ahụ; ya mere,
ana m akpagharị ebe ọbụla m
nwere ike maka nchekwa nke
ndụ nke onwe m.
4 Ya mere, ana m ede ihe ole
na ole ndị ọzọ, megidere ihe nke
m chewororị; n'ihi na echewo m
rịị ka m ghara ide kwa ọzọ;
mana ana m ede ihe ole na ole
ndị ọzọ, na mgbe ụfọdụ ha
ga-abara ụmụnne m nwoke ndị
Leman uru, n'ụbọchị dị n'iru,
dịka ọchịchọ nke Onye-nwe
siri dị.

## ISI 2

*Jisus nyere ndị na-eso-ụzọ iri na abụọ nke ndị Nifaị ike inyefe onyinye nke Mụọ Nsọ. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

OKWU nile nke Kraịst, nke ọ
gwara [a]ndị-na-eso-ụzọ ya, iri
na abụọ ndị nke ọ họrọworo,
dịka o bikwasịrị aka ya abuọ
n'isi ha —
2 Ma ọ kpọrọ ha aha, na-asị:
Unu ga-akpọku Nna n'aha m,
n'ekpere siri ike; ma mgbe unu
meworo nke a unu ga-enwe [a]ike
nke ga-eme na onye ọbụla unu
ga-ebikwasị [b]aka unu n'isi ya,
[c]unu ga-enye ya Mụọ Nsọ; ma
n'aha m ka unu ga-enye ya, n'ihi
na otu a ka ndị-ozi m na-eme.
3 Ugbua Kraịst gwara ha okwu

34*a* Ita 12:2.
[MORONAỊ]
**1** 1a NGAN Moronaị Nwa-nwoke nke Mọmọn.
2*a* 1 Nif. 12:20–23.
*b* Alma 45:14.
3*a* Mat. 10:32–33; 3 Nif. 29:5.
**2** 1*a* 3 Nif. 13:25.
2*a* NGAN Ike.
*b* NGAN Ibikwasị Aka nile n'Elu.
*c* 3 Nif. 18:37.

nile ndị a n'oge ọ pụtara ihe nke mbụ; ma igwe-mmadụ ahụ anụghị ya, mana ndị-na-eso-ụzọ ya ahụ nụrụ ya; ma ka ha ra bụ ndị nile ha [a]bikwasịrị aka n'isi, Mụọ Nsọ ahụ dakwasịrị ha.

## ISI 3

*Ndị okenye wee chie ndị nchụ-aja na ndị nkuzi echichi site n'ibikwasị-aka n'isi. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

ỤDỊ nke ndị na-eso-ụzọ ya ahụ, ndị a kpọrọ [a]ndị okenye nke nzukọ-nsọ ahụ, siri [b]chie ndị nchụ-aja na ndị nkụzi echichi—
2 Mgbe ha kpeworo ekpere nye Nna n'aha nke Kraịst, ha bikwasịrị ha aka n'isi, ma sị:
3 N'aha nke Jisus Kraịst ana m echi gị echichi ịbụ onye nchụ-aja (ma-ọbụ ọbụrụ na ọ bụ onye-nkụzi, ana m echi gị echichi ịbụ onye-nkụzi) ikwusa nchegharị na [a]nsachapụ nke mmehie nile site na Jisus Kraịst, site na nnagide nke okwukwe n'aha ya ruo n'ọgwụgwụ. Amen.
4 Ma n'ụdị a ka ha siri [a]chie ndị nchụ-aja nile na ndị nkuzi nile echichi, dịka [b]onyinye nile na ọkpụkpọ nile nke Chineke kpọrọ ndị mmadụ siri dị; ma ha chiri ha site [c]n'ike nke Mụọ Nsọ, nke dị n'ime ha.

## ISI 4

*Otu ndị okenye na ndị nchụ-aja na-esi enye achịcha oriri-nsọ a kọwara ya. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

[a]ỤDỊ [b]ndị okenye ha na ndị nchụ-aja na-esi enye ndị nzukọ-nsọ ahụ anụ-arụ na ọbara nke Kraịst; ma ha [c]nyere ya dịka iwu-nsọ nile nke Kraịst siri dị; ya mere anyị matara na ụdị ahụ bụ ezi-okwu; ma okenye ma-ọbụ onye nchụ-aja nyere ya—
2 Ma ha gburu ikpere n'ala ha na ndị nzukọ-nsọ ahụ, ma kpee ekpere nye Nna n'aha nke Kraịst, na-asị:
3 O Chineke, Nna nke Ebighi-ebi, anyị na-arịọ gị n'aha nke Ọkpara gị, Jisus Kraịst, ka ị gọzie ma doo [a]achịcha nke a nsọ nye mkpụrụ obi nile nke ndị nile ga-eketa oke na ya; ka ha wee rie na [b]ncheta nke arụ nke Ọkpara gị, na gbaara gị aka-ebe, O Chineke, Nna nke Ebighi-ebi, na ha nọ na njikere iwekwasị onwe ha [c]aha nke Ọkpara gị, ma na-echeta ya oge nile, ma na-edebe iwu-nsọ ya nile nke o nyeworo ha, ka ha wee na-enwe [d]Mụọ ya oge nile ịnọnyere ha. Amen.

---

3*a* Ọlndoz. 19:6.
**3** 1*a* Alma 6:1. NGAN Okenye.
*b* NGAN Chie Echichi, Echichi.
3*a* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
4*a* OznỌd. 18:32; 20:60.
*b* NGAN Onyinye.
*c* 1 Nif. 13:37; Moro. 6:9.
**4** 1*a* 3 Nif. 18:1–7.
*b* NGAN Okenye.
*c* OznỌd. 20:76–77.
3*a* NGAN Oriri-nsọ.
*b* Luk 22:19; 1 Ndị-Kọ 11:23–24; 3 Nif. 18:7.
*c* NGAN Jisus Kraịst—Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
*d* NGAN Mụọ Nsọ.

## ISI 5

*Ụzọ nke ana-esi enye mmanya nke oriri-nsọ a kọwara ya. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

[a]ỤDỊ nke ana-esi enye mmanya
ahụ — Lee, ha weere iko ahụ,
na sị:
2 O Chineke, Nna nke Ebighi-
ebi, anyị na-arịọ gị, n'aha nke
Ọkpara gị, Jisus Kraịst, ka ị gọ-
zie ma doo [a]mmanya nke a nsọ
nye mkpụrụ obi nile nke ndị nile
ga-aṅụ site na ya, ka ha wee mee
ya na [b]ncheta nke ọbara nke
Ọkpara gị, nke a kwafuru n'ihi
ha; ka ha wee gbaara gị aka-
ebe, O Chineke, Nna nke Ebighi-
ebi, na ha na-echeta ya oge nile,
ka ha wee nwe Mụọ ya ịnọnye-
re ha. Amen.

## ISI 6

*Ndị nke chegharịrị a na-eme ha baptism ma mere ha enyi — Ndị nzukọ-nsọ nke chegharịrị a na-agbaghara ha — Nzukọ nile a na eduzi ya site n'ike nke Mụọ Nsọ. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua ana m ekwu gbasara
[a]baptism. Lee, ndị okenye,
ndị nchụ-aja, na ndị nkuzi e
mere ha baptism; ma emeghị
ha baptism ma ọbụghị na ha
wepụtara mkpụrụ gosịrị na ha
[b]tozuru-oke ịnata ya.
2 Ọbụghị ma ha nabatara onye
ọbụla ime baptism ma ọbụghị
na ha jiri [a]obi tiwara etiwa na
mụọ nke nchegharị bịarute, ma
gbaa ama n'iru nzukọ-nsọ ahụ
na ha chegharịrị n'ezi-okwu site
na mmehie ha nile.
3 Ma ọdịghị ndị anabatara
ime baptism ma ọbụghị ma ha
[a]wekwasịrị onwe ha aha nke
Kraịst, na-enwe mkpebi ijere ya
ozi ruo ọgwụgwụ.
4 Ma mgbe a nabatasịworo ha
na baptism, ma e mere ha ma
[a]sachaa ha site n'ike nke Mụọ
Nsọ, a gụnyere ha n'etiti ndị nke
nzukọ-nsọ nke Kraịst ahụ; ma e
[b]dere aha ha, ka e wee cheta ha
ma zụọ ha site n'okwu ọma nke
Chineke, idebe ha n'ezi ụzọ ahụ,
ma nyere ha aka [c]iche-nche ese-
pụghị aka n'ekpere, [d]na-adabe-
re na nanị n'ikwesị-ụgwọ ọrụ
nke Kraịst, onye bụụrụ [e]onye-
mbụ-wetara na onye mmecha
nke okwukwe ha.
5 Ma [a]nzukọ-nsọ ahụ gbakọta-
ra ọnụ [b]ugboro-ugboro, [c]ibu ọnụ
na ikpe ekpere, na ikwurịta
okwu otu onye na ibe ya gbasa-
ra ọdịmma nke mkpụrụ-obi
ha nile.
6 Ma ha gbakọtara ọnụ ugbo-
ro-ugboro iketa-oke n'achịcha

**5** 1*a* 3 Nif. 18:8–11; OznỌd. 20:78–79.
2*a* OznỌd. 27:2–4. NGAN Oriri-nsọ.
*b* Luk 22:19–20; 1 Ndị-Kọ 11:25.
**6** 1*a* NGAN Baptism, Mee Baptism.
*b* NGAN Itozu-oke, Ntozu-oke.
2*a* NGAN Obi Tiwara Etiwa.
3*a* NGAN Jisus Kraịst— Iwekwasi onwe anyi aha Jisus Kraịst.
4*a* NGAN Enweghị Ntụpọ.
*b* OznỌd. 20:82.
*c* Alma 34:39; 3 Nif. 18:15–18.
*d* 2 Nif. 31:19; OznỌd. 3:20.
*e* Ndị-Hib 12:2.
5*a* NGAN Nzukọ nke Jisus Kraịst.
*b* 3 Nif. 18:22; 4 Ne. 1:12; OznỌd. 88:76.
*c* NGAN Ibu-ọnụ, Obubu-ọnụ.

na mmanya, na ncheta nke Onye-
nwe Jisus.
7 Ma ha siri ike n'iru na e nwe-
ghị [a]ajọọ-omume n'etiti ha; ma
onye ọbụla nke a chọpụtara na
eme ihe ọjọọ, na [b]ndị aka-ebe
mmadụ atọ nke nzukọ-nsọ ahụ
mara ha ikpe n'iru [c]ndị okenye
ahụ, ma ọbụrụ na ha echeghari-
ghị, ma ha [d]ekwupụtaghị, [e]ehi-
chapụrụ aha ha, ma agụnyeghị
ha n'etiti ndị nke Kraịst.
8 Ma [a]ugbọrọ ole ọbụla nke ha
chegharịrị ma chọọ mgbaghara
mmehie, jiri ezigbote ebum-
n'obi, a [b]gbaghaara ha.
9 Ma ọgbakọ ha nile ka nzukọ-
nsọ ahụ [a]duziri n'ụdị nke ịrụ-
ọrụ nile nke Mụọ, na site n'ike
nke [b]Mụọ Nsọ; n'ihi na dịka ike
nke Mụọ Nsọ duru ha n'ihe nke
ha ga-ekwusa, ma-ọbụ ịgba-ume,
ma-ọbụ ikpe ekpere, ma-ọbụ
ịrịọ, ma-ọbụ ịbụ-abụ, ọbụna otu
ahụ e mere ya.

## ISI 7

*E nyere ọkpụkpọ-oku ịba n'ime ezumike nke Onye-nwe—Jiri ezigbo ebum-n'obi kpee ekpere—Mụọ nke Kraịst na-enyere ndị mmadụ aka ịmata ihe-ọma site n'ihe ọjọọ—Setan na eduba ndị mmadụ n'ịgọnarị Kraịst ma na-eme ihe ọjọọ—Ndị-amụma nile na-egosipụta ọbịbịa nke Kraist—Site n'okwukwe a na-arụ ọrụ-ebube nile ma ndị mụọ-ozi na akụzi ihe—Ndị mmadụ kwesịrị ile-anya ndụ ebighi-ebi ma rapara n'afọ-ọma. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

MA ugbua mụ, Moronaị, na-ede
ihe ole na ole n'okwu nile nke
nna m Mọmọn, ndị nke o kwuru
gbasara [a]okwukwe, olile-anya,
na afọ-ọma; n'ihi na n'ụdị a ka
o siri gwa ndị ahụ okwu, dịka ọ
na akụziri ha ihe n'ụlọ-nzukọ
nke ha wuworo maka ebe ife
ofufe.
2 Ma ugbua mụ, Mọmọn, na-
agwa unu okwu ụmụnne m
nwoke m hụrụ-n'anya; ma ọ bụ
site n'amara nke Chineke Nna,
na Onye-nwe anyị Jisus Kraịst,
na ọchịchọ ya dị nsọ, n'ihi onyi-
nye nke [a]ọkpụkpọ ọ kpọrọ m, ka
e nyere m ohere ịgwa unu okwu
n'oge nke a.
3 Ya mere, aga m agwa unu ndị
bụ nke nzukọ-nsọ ahụ okwu,
ndị bụ ndị na-eso Kraịst n'udo,
na ndị nwetaworo olile-anya
zuru ezu site na nke unu ga-
enwe ike ịba [a]n'izu-ike nke
Onye-nwe, site n'oge nke a gaa
n'iru ruo mgbe unu na ya ga-
ezu-ike n'elu-igwe.
4 Ma ugbua ụmụnne m nwo-
ke, ana m ekpebi ihe ndị a maka
unu n'ihi [a]ịga ije udo unu na
ụmụ nke mmadụ.
5 N'ihi na echetara m okwu

6:7 *a* OznỌd. 20:54.
*b* OznỌd. 42:80–81.
NGAN Aka-ebe.
*c* Alma 6:1.
NGAN Okenye.
*d* NGAN Kwupụta,
Nkwupụta.
*e* Ọpụ. 32:33;
OznỌd. 20:83.
NGAN Chụpu n'Otu.
8 *a* Mosa. 26:30–31.
*b* NGAN Gbaghara.
9 *a* OznỌd. 20:45; 46:2.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
7 1 *a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13;
Ita 12:3–22, 27–37;
Moro. 8:14; 10:20–23.
2 *a* NGAN Chineke
Kpọrọ, Kpọọ-oku,
Ọkpụkpọ-oku.
3 *a* NGAN Izu-ike.
4 *a* 1 Jọn 2:6;
OznỌd. 19:23.

nke Chineke nke sịrị site n'ọrụ ha nile unu [a]ga-amata ha; n'ihi na ọbụrụ na ọrụ ha nile dị mma, mgbe ahụ ha dị kwa mma.

6 N'ihi na lee, Chineke ekwuwo onye dị [a]njọ enweghị ike ime ihe ahụ nke dị mma; n'ihi na ọbụrụ na o nye onyinye, ma-ọbụ [b]kpee ekpere nye Chineke, ma ọbụghị na ọ ga-eji ezigbo ebum-n'obi mee ya ọdịghị uru ọ ga-abara ya.

7 N'ihi na lee, agaghị agụnyere ya ihe ahụ n'ezi-omume.

8 N'ihi na lee, ọbụrụ na onye dị [a]njọ na-enye onyinye, ọ na-eme ya [b]na-enweghị mmasị; ya mere a na-agụnyere ya ihe ahụ dịka o dotara onyinye ahụ; ya mere a na-agụ ya onye ọjọọ n'iru Chineke.

9 Ma otu ahụ kwa a na-agụrụ ya mmadụ ihe ọjọọ, ma ọbụrụ na ọ ga-ekpe ekpere ma o jighị [a]ezigbo ebum-n'obi; e, ọdịghị uru ọ ga-abara ya, n'ihi na Chineke anaghị anabata onye ọbụla dị otu ahụ.

10 Ya mere, onye dị njọ enweghị ike ime ihe ahụ nke dị mma; ọbụghị ma ọ ga-enye onyinye dị mma.

11 N'ihi na lee, [a]isi mmiri dị ilu enweghị ike ịgbapụta mmiri dị mma; ọbụghị ma isi mmiri dị mma o nwere ike ịgbapụta mmiri dị ilu; ya mere, onye bụ nwa-oru nke ekwensu enweghị ike iso Kraịst; ma ọbụrụ na o [b]soro Kraịst o nweghị ike ịbụ nwa-oru nke ekwensu.

12 Ya mere, ihe nile nke dị [a]mma na-esi n'aka Chineke wee bịa; ma ihe ahụ nke dị [b]njọ na-esi n'aka ekwensu wee bịa; n'ihi na ekwensu bụ onye-iro nke Chineke, ma na-alụ ọgụ megide ya esepụghị-aka, ma na-akpọ oku ma na-eto akpịrị ime [c]mmehie, na ime ihe ahụ nke dị njọ esepụghị-aka.

13 Mana lee, ihe ahụ nke bụ nke Chineke na-akpọ-okụ ma na-eto-akpịrị ime ihe ọma esepụghị-aka; ya mere, ihe nile nke na-akpọ-okụ ma [a]na-eto-akpịrị ime ihe ọma, na ịhụ Chineke n'anya, na ijere ya ozi, mụọ nke Chineke [b]kwalitere ya.

14 Ya mere, kpachapụ-anya, ụmụnne m nwoke m hụrụ-n'anya, ka unu ghara ikpe-ikpe ihe ahụ nke dị [a]njọ ịbụ nke Chineke, ma-ọbụ ihe ahụ nke dị mma na nke Chineke ịbụ nke ekwensu.

15 N'ihi na lee, ụmụnne m nwoke, e nyere ya unu [a]ikpe ikpe, ka unu wee mata ihe ọma site n'ihe ọjọọ; ma ụzọ esị ekpe ikpe dị mfe nghọta, ka unu wee jiri ọmụma-ihe zuru-oke mata, dịka ìhè-nke-ehihie siri dị site n'abalị-nke-ọchịchịrị.

16 N'ihi na lee, [a]Mụọ nke

5*a* 3 Nif. 14:15–20.
6*a* Mat. 7:15–18.
*b* Alma 34:28. NGAN Ekpere.
8*a* Ilu 15:8.
*b* OznỌd. 64:34.
9*a* Jemes 1:6–7; 5:16; Moro. 10:4.
11*a* Jemes 3:11–12.
*b* Mat. 6:24; 2 Nif. 31:10–13; OznỌd. 56:2.
12*a* Jemes 1:17; 1 Jọn 4:1–2; Ita 4:12.
*b* Alma 5:39–42.
*c* Hil. 6:30. NGAN Mmehie.
13*a* 2 Nif. 33:4; Ita 8:26.
*b* NGAN Kwalite Mụọ, Nkwalite nke Mụọ.
14*a* Aisa. 5:20; 2 Nif. 15:20.
15*a* NGAN Igosipụta Ihe Di Iche, Onyinye nke.
16*a* NGAN Ime Mụọ; Ìhè, Ìhè nke Kraịst.

Kraịst ka e nyere mmadụ nile,
ka ha wee [b]mata ihe ọma site
n'ihe ọjọọ; ya mere, ana m ego-
sị unu ụzọ a na-esi ekpe ikpe;
n'ihi na ihe ọbụla nke na-akpọ-
okụ ime ihe ọma, na-eme ka
mmadụ kwenye na Kraịst, ezi-
tara ya site n'ike na onyinye
nke Kraịst; ya mere unu ga-eji
ọmụma-ihe zuru-oke mata na ọ
bụ nke Chineke.
17 Mana ihe ọbụla nke na-eme
ka mmadụ kwenye ime [a]ihe
ọjọọ, ma ghara ikwere na Kraịst,
ma gọnarị ya, ma ghara ijere
Chineke ozi, mgbe ahụ unu ga-
eji ọmụma-ihe zuru-oke mata na
ọ bụ nke ekwensu; n'ihi na n'ụdị
a ka ekwensu na-esị arụ ọrụ,
n'ihi na ọ naghị eme ka mmadụ
kwenye ime ihe ọma, e-e, ọdị-
ghị ma ọlị; ọbụghị ma ndị mụọ-
ozi ya ha ga-eme otu ahụ; ọbụ-
ghị ma ndị na-etinye onwe ha
n'okpuru ya ha ga-eme otu ahụ.
18 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, ebe unu na-hụ na unu mata-
ra ihe ahụ site na nke unu ga-esi
kpee ikpe, bụ ihe nke bụ [a]ihe
nke Kraịst, hụ na unu ekpeghị
ikpe nke na ezighị-ezi; n'ihi na
otu [b]ikpe-ikpe ahụ nke unu ji na-
ekpe ka a ga-eji kwa kpee unu.
19 Ya mere, ana m arịọ unu,
ụmụnne m nwoke, ka unu wee
chọsie-ike [a]n'ihe nke Kraịst ka
unu wee mata ihe ọma site n'ihe
ọjọọ; ma ọbụrụ na unu ga-ejide-
si ihe ọma ọbụla ike, ma ghara
ịkwutọ ya, unu ga-abụrịrị [b]nwa
nke Kraịst.
20 Ma ugbua, ụmụnne m nwo-
ke, olee otu o siri kwe omume
na unu nwere ike ijidesi ihe ọma
ọbụla ike?
21 Ma ugbua abịa m n'okwu-
kwe ahụ, nke m sịrị na m ga-
ekwu maka ya; ma aga m agwa
unu ụzọ nke unu ga-esị jidesie
ihe ọma ọbụla ike.
22 N'ihi na lee, Chineke ebe ọ
[a]mazuru ihe nile, ebe ọ nọ site
na mgbe nile na-adigide ruo na
mgbe nile na-adigide, lee, o zi-
pụrụ [b]ndị mụọ-ozi ịkụziri ụmụ
nke mmadụ, ime ka ọ pụta-ihe
gbasara ọbịbịa nke Kraịst; ma
n'ime Kraịst ka ihe ọma nile ga-
esị wee bịa.
23 Ma Chineke kwupụtakwa-
ra nye ndị-amụma, site n'ọnụ
nke onwe ya, na Kraịst ga-abịa.
24 Ma lee, e nwere ọtụtụ ụzọ o
gosịpụtara ihe nile nye ụmụ nke
mmadụ, ndị nke dịịrị mma; ma
ihe nile nke dị mma na-esi na
Kraịst wee bịa; ma ọdịghị otu a
ndị mmadụ [a]dara ada, ma e
nweghị ihe ọma ọbụla nwere
ike ịbịakwute ha.
25 Ya mere, site na nkwusa
ozi nke [a]ndị mụọ-ozi, na site
n'okwu ọbụla nke ga-esi n'ọnụ
nke Chineke pụta, ndị mmadụ
malitere igosi okwukwe n'ime
Kraịst; ma otu a site n'okwu-

16*b* Jen. 3:5;
2 Nif. 2:5, 18, 26;
Mosa. 16:3;
Alma 29:5;
Hil. 14:31.
17*a* NGAN Mmehie.
18*a* Mosa. 16:9;
OznỌd. 50:24; 88:7–13.
NGAN Ìhè, Ìhè nke
Kraịst.
*b* NAJS, Mat. 7:1–2;
Luk 6:37; Jọn 7:24.
19*a* OznỌd. 84:45–46.
*b* Mosa. 15:10–12; 27:25.
NGAN Ụmụ Ndịkom
na Ụmụ Ndịnyom
nke Chineke.
22*a* NGAN Chineke,
Chi-ukwu.
*b* Moses 5:58.
NGAN Mụọ-ozi nile.
24*a* 2 Nif. 2:5.
25*a* Alma 12:28–30.

kwe, ha jidesịrị ihe ọma ọbụla
ike; ma otu a ka ọ dịịrị ruo
ọbịbịa nke Kraịst.
26 Ma mgbe ọ bịasịworo a zọ-
pụtakwara ndị mmadụ site
n'okwukwe n'aha ya; ma site
n'okwukwe, ha ghọrọ ụmụ ndị
nwoke nke Chineke. Ma dịka ọ
bụ ezi-okwu na Kraịst na-adị
ndụ ọ gwara ndị nna anyị okwu
ndị a nile, na-asị: [a]Ihe ọbụla unu
ga-arịọ Nna n'aha m, nke dị
mma, n'okwukwe kwere na unu
ga-anata, lee, a ga-emere unu ya.
27 Ya mere, ụmụnne m nwoke
m hụrụ n'anya, [a]ọrụ-ebube nile
ha akwusịwo n'ihi na Kraịst
arịgorowo n'elu-igwe, ma ọ nọ-
dụwo n'aka nri nke Chineke,
na [b]ịnata site n'aka Nna ihe nile
ruru ya nke ebere nke o nwere
n'arụ ụmụ nke mmadụ?
28 N'ihi na ọ zawo nsọtụ nile
nke iwu ahụ, ma ọ na-akpọrọ
ndị nile nke nwere okwukwe na
ya; ma ndị nke nwere okwukwe
na ya [a]ga-arapara n'ihe ọma
ọbụla; ya mere ọ [b]na-ekwuchita
ihe gbasara ụmụ nke mmadụ;
ma ọ na-ebi ebighi-ebi n'elu-
igwe nile.
29 Ma n'ihi o mewo nke a,
ụmụnne m nwoke m hụrụ n'a-
nya, ọrụ-ebube nile ha akwụsị-
wo? Lee asị m unu, e-e, ọbụghị
ma ndị mụọ-ozi ha akwụsịwo
ịkụziri ụmụ nke mmadụ ihe.
30 N'ihi na lee, ha nọ n'okpu-
ru ya, ịkụzi dịka okwu nke iwu-
nsọ ya siri dị, na-egosị ha onwe
ha bụ ndị nwere okwukwe siri
ike na echiche kwusịrị ike n'ụdị
nile nke ụdị iyi Chineke.
31 Ma ọkwa-ọrụ nke ije-ozi ha
bụ ịkpọta ndị mmadụ na nche-
gharị, na imejupụta na ịrụ ọrụ
nke ọgbụgba-ndụ nile nke Nna,
nke o meworo nye ụmụ nke
mmadụ, idozi ụzọ n'etiti ụmụ
nke mmadụ, site n'ikwupụta
okwu nke Kraịst nye ndị a họ-
pụtara dịka ngwa-ọrụ nke
Onye-nwe, ka ha wee gbaa ama
maka ya.
32 Ma site n'ime otu ahụ,
Onye-nwe Chineke na akwado
ụzọ nke ga-eme ka ndị mmadụ
ndị nke fọdụrụ wee nwee
[a]okwukwe na Kraịst, ka Mụọ
Nsọ wee nwee ọnọdụ n'obi ha
nile, dịka ike nke dị n'ime ya
siri dị; ma n'ụdị a ka Nna si
na-eweta na mmezu, ọgbụgba-
ndụ nile ahụ nke o meworo nye
ụmụ nke mmadụ.
33 Ma Kraịst asịwo: [a]Ọbụrụ na
unu ga-enwe okwukwe na m
unu ga-enwe ike ime ihe ọbụla
nke m chere dị [b]mkpa.
34 Ma ọ sịwo: [a]Chegharịa
unu nsọtụ nile nke ụwa, ma
bịakwute m, ma ka e mee unu
baptism n'aha m, ma nwee
okwukwe na m, ka e wee zọpụ-
ta unu.
35 Ma ugbua ụmụnne m nwo-
ke m hụrụ n'anya, ọbụrụ na
nke a bụ otu ọ dị na ihe ndị a bụ
ezi-okwu nke m gwaworo unu,
ma Chineke ga-egosị unu, jiri

26*a* 3 Nif. 18:20.
NGAN Ekpere.
27*a* NGAN Ọrụ Ebube.
*b* Aisa. 53:12;
Mosa. 14:12.
28*a* Ndi Rom 12:9;
OznỌd. 98:11.
*b* 1 Jọn 2:1; 2 Nif. 2:9.
NGAN Onye
Nkwuchita Ọnụ.
32*a* NGAN Okwukwe.
33*a* Mat. 17:20.
*b* OznỌd. 88:64–65.
34*a* 3 Nif. 27:20;
Ita 4:18.

[a]ike na nnukwu otuto [b]n'ụbọchị
ikpe-azụ ahụ, na ha bụ ezi-
okwu, ma ọbụrụ na ha bụ ezi-
okwu ụbọchị nke ọrụ-ebube nile
ọ kwusịwo?
36 Ma-ọbụ ndị mụọ-ozi ha
akwụsịwo igosịpụta onwe ha
nye ụmụ nke mmadụ? Ma-ọbụ
o [a]jibidowo ike nke Mụọ Nsọ
ahụ site n'ebe ha nọ? Ma-ọbụ
ọ ga-eme otu ahụ, ogologo mgbe
nile oge ga-adịgịde, ma-ọbụ
ụwa ga-eguzoro, ma-ọbụ a ga-
enwe otu onye n'elu iru ya a
ga-azọpụta?
37 Lee asị m unu, E-e; n'ihi na
ọ bụ site n'okwukwe ka a na-
eme [a]ọrụ-ebube nile; ma ọ bụ
site n'okwukwe ka ndị mụọ-ozi
na-egosipụta onwe ha ma na
akụziri ndị mmadụ; ya mere,
ọbụrụ na ihe ndị a akwusịwo
ahụhụ na-adịrị ụmụ nke mma-
dụ, n'ihi na ọ bụ n'ihi [b]ekweghị-
ekwe, ma ihe nile bụ ihe efu.
38 N'ihi na-agaghị azọpụta
mmadụ, dịka okwu nile nke
Kraịst siri dị, ma ọbụghị na ha
ga-enwe okwukwe n'aha ya; ya
mere, ọbụrụ na ihe ndị a akwu-
sịwo, mgbe ahụ ka okwukwe
kwụsịwokwara; ma egwu ka
ọnọdụ nke mmadụ dị, n'ihi na
ha nọ dịka a ga-asị na-ọdibeghị
mgbapụta e mere.
39 Mana lee, ụmụnne m nwo-
ke m hụrụ n'anya, ana m ekpe
unu ikpe ihe ndị ka mma, n'ihi
na ana m ekpe na unu nwere
okwukwe na Kraịst n'ihi ịdị
umeala unu; n'ihi na ọbụrụ na
unu enweghị okwukwe na ya
mgbe ahụ unu [a]ekwesịghị ka a
gụnye unu n'etiti ndị nke nzu-
kọ-nsọ ya.
40 Ma ọzọ, ụmụnne m nwoke
m hụrụ n'anya, aga m agwa
unu okwu gbasara [a]olile-anya.
Olee otu ọ ga-esi mee na unu
ga-enwe ike toruo n'inwe okwu-
kwe, ma ọbụghị na unu ga-
enwe olile-anya?
41 Ma-ọbụ gịnị ka unu ga-
enwe [a]olile-anya ya? Lee asị m
unu na unu ga-enwe [b]olile-anya
site n'aja mgbaghara mmehie
nke Kraịst na ike nke mbilite
n'ọnwụ, ịkpọlite unu ịdị [c]ndụ
ebighi-ebi, ma nke a n'ihi okwu-
kwe unu na ya dịka nkwa ahụ
siri dị.
42 Ya mere, ọbụrụ na mmadụ
enwe [a]okwukwe o [b]kwesịrị inwe
olile-anya; n'ihi na ma enweghị
okwukwe enweghị ike inwe
olile-anya.
43 Ma ọzọ, lee asị m unu o
nweghị ike inwe okwukwe na
olile-anya, ma ọbụghị na ọ ga-
adị [a]nwayọ ma wedata obi ala.
44 Ọbụrụ otu ahụ, [a]okwukwe
ya na olile-anya bụ ihe efu, n'ihi
na ọdịghị onye a na-anabata
n'iru Chineke, ma ọbụghị na ọ
di nwayọ ma wedata obi ala; ma
ọbụrụ na mmadụ adị nwayọ

35*a* 2 Nif. 33:11.
*b* OznỌd. 35:8.
36*a* Moro. 10:4–5, 7, 19.
37*a* Mat. 13:58;
Mọm 9:20;
Ita 12:12–18.
*b* Moro. 10:19–24.
39*a* NGAN Itozu-oke,
Ntozu-oke.
40*a* Ita 12:4.
NGAN Olile-anya.
41*a* OznỌd. 138:14.
*b* Taịtọs 1:2;
Jekọb 4:4;
Alma 25:16;
Moro. 9:25.
*c* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
42*a* NGAN Okwukwe.
*b* Moro. 10:20.
43*a* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị
Nwayọ.
44*a* Alma 7:24;
Ita 12:28–34.

ma wedata obi ala, ma [b]kwupụ-
ta site n'ike nke Mụọ Nsọ na
Jisus bụ Kraịst ahụ, o kwesịrị
inwe afọ-ọma; n'ihi na ọ bụrụ
na o nweghị afọ-ọma ọdịghị ihe
ọ bụ; ya mere o kwesịrị inwe
afọ-ọma.
45 Ma [a]afọ-ọma nwere ogolo-
go ntachi-obi, ma o nwere obi
ọma, ma ọ naghị enwe [b]ntaji-
anya, ma ọ naghị afụli elu, ọ
naghị achọ nke ya, ọdịghị-mfe
ịkpasu ya iwe, ọ naghị eche ihe
ọjọọ, ma ọ naghị enwe ọñụ n'a-
jọọ-omume kama ọ na enwe ọñụ
n'ezi-okwu, na-edi ihe nile, na-
ekwere ihe nile, na-ele anya ihe
nile, na-anagide ihe nile.
46 Ya mere, ụmụnne m nwoke
m hụrụ n'anya, ọbụrụ na unu
enweghị afọ-ọma, ọdịghị ihe
unu bụ, n'ihi na afọ-ọma ana-
ghị ada-ada mgbe ọbụla. Ya
mere, rapara n'afọ-ọma, nke bụ
nke kachasị ha nile, n'ihi na ihe
nile ga-adarịrị—
47 Mana [a]afọ-ọma bụ [b]ịhụna-
nya nke Kraịst na-enweghị ntụ-
pọ, ma ọ na-edi ndidi ruo mgbe
nile; ma onye ọbụla a chọtara
nwere ya n'ụbọchị ikpe-azụ, ọ
ga-adịrị ya mma.
48 Ya mere, ụmụnne m nwoke
m hụrụ n'anya, Jiri nu ike nile
nke obi unu [a]kpere Nna, ka e
wee mejupụta unu n'ihụnanya
nke a, nke o nyekwasịworo ndị
nile bụ [b]ndị na-eso Ọkpara
ya, Jisus Kraịst n'ezi-okwu; ka
unu wee ghọọ ụmụ-nwoke nke
Chineke; nke ga-eme na mgbe
ọ ga-apụta-ihe anyị [c]ga-adị ka
ya, n'ihi na anyị ga-ahụ ya otu ọ
dị; ka anyị wee nwe olile-anya
nke a; ka e wee [d]sachaa anyị
ọbụna dịka o siri dị n'enweghị
ntụpọ. Amen.

## ISI 8

*Ime ụmụ-ntakịrị baptism bụ ihe arụ ọjọọ—Ụmụntakịrị dị ndụ n'ime Kraịst n'ihi Aja mgbaghara mmehie ahụ—Okwukwe, nchegharị, ịdị-nwayọ na ịwedata obi ala, ịnata Mụọ Nsọ ahụ, na idigide ruo ọgwụgwụ na-eduba na nzọpụta. Ihe dịka afọ 401 ruo 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

AKWỤKWỌ-ozi nke [a]nna m
Mọmọn, e detaara m, Moronaị;
ma e detaara m ya ntakịrị oge
mgbe a kpọsịworo m n'ije-ozi
ahụ. Ma n'udi dị otua ka o de-
taara m akwụkwọ, na-asị:
2 Nwa m nwoke m hụrụ
n'anya, Moronaị, ana m añụrị-
ọñụ karịa na Onye-nwe gị
Jisus Kraịst na-echeta gị, ma ọ
kpọwo gị n'ije-ozi ya, na n'ọrụ
ya dị nsọ.
3 Ana m echeta gị oge nile n'e-
kpere m nile, na-ekpere Chineke
Nna esepụghị-aka n'aha nke
Nwa ya dị Nsọ, Jisus, na ya, site

44*b* Luk 12:8–9. NGAN Kwupụta, Nkwupụta; Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
45*a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13.
*b* NGAN Ntaji-anya.
47*a* 2 Nif. 26:30. NGAN Afọ-ọma.
*b* Josh. 22:5. NGAN Ịhụnanya.
48*a* NGAN Ekpere.
*b* NGAN Jisus Kraịst—Ima-atụ nke Jisus Kraịst; Irube-isi, Nrube-isi, Rube-isi.
*c* 1 Jọn 3:1–3; 3 Nif. 27:27.
*d* 3 Nif. 19:28–29. NGAN Enweghị Ntụpọ.
**8** 1*a* OkwMọm. 1:1.

[a]n'ịdị-mma na [b]amara ya n'e-
nweghị oke, ga-edebe gị n'oge
nile site na ndidi nke okwukwe
n'aha ya ruo ọgwụgwụ.
4 Ma ugbua, nwa m nwoke,
ana m agwa gị okwu gbasara
ihe ahụ nke na-ewute m karịa;
n'ihi na ọ na-ewute m na [a]ịrụ-
ụka nile ga-amalite n'etiti unu.
5 N'ihi na ọbụrụ na a matara
m nke bụ ezi-okwu, e nwererịị
ịrụ-ụka nile n'etiti unu gbasara
ime ụmụ-ntakịrị unu baptism.
6 Ma ugbua, nwa m nwoke,
achọrọ m ka unu rụsie ọrụ
ike, ka e wee wepụ nnukwu
amaghị-eme nke a site n'etiti
unu; n'ihi na maka ebum-n'obi
nke a ka m deworo akwụ-
kwọ-ozi a.
7 N'ihi na mgbe m matasịwo-
ro ihe ndị a maka unu, ajụtara m
Onye-nwe gbasara ihe ahụ. Ma
[a]okwu nke Onye-nwe bịaruru m
site n'ike nke Mụọ Nsọ, na-asị:
8 Gee-ntị n'okwu nile nke
Kraịst, Onye-mgbapụta unu,
Onye-nwe unu na Chineke unu.
Lee, abịara m n'ụwa ọbụghị
ịkpọ ndị ezi-omume kama ndị-
mmehie ka ha chegharịa; [a]ndị
arụ siri ike mkpa dibịa anaghị
akpa ha, kama ndị arụ na-esi-
ghị-ike; ya mere, [b]ụmụ-ntakịrị
[c]zụrụ ọke, n'ihi na ha enweghị
ike ime [d]mmehie; ya mere
ọbụbụ-ọnụ nke [e]Adam e wepụ-
woro ha ya n'ime m, nke mere
na onweghị ike n'arụ ha; ma
iwu nke [f]ibe-ugwu ewepụwo
ya n'ime m.
9 Ma n'ụdị a ka Mụọ Nsọ siri
gosipụta okwu nke Chineke nye
m; ya mere, nwa m nwoke m
hụrụ n'anya, ama m na ọ bụ
ezigbo ịkwa-emo n'iru Chineke,
na unu ga-eme ụmụ-ntakịrị
baptism.
10 Lee asị m unu na ihe nke a
ka unu ga-akụzi—nchegharị na
ime baptism nye ndị ahụ kwe-
sịrị [a]inye nkọwasị ihe ha na-eme
ma nwee ike ime mmehie; e, kụ-
ziere nne na nna na ha ga-eche-
gharịrị na ka e mee ha baptism,
ma nwee umeala dịka [b]ụmụ-
ntakịrị ha, ma a ga-azọpụta ha
nile ha na ụmụ-ntakịrị ha.
11 Ma [a]ụmụ-ntakịrị ha enwe-
ghị mkpa maka nchegharị, ọbụ-
ghị ma ha nwere mkpa ime
baptism. Lee, ime baptism bụ
maka nchegharị ruo na mmezu
nke iwu-nsọ nile ruo na [b]nsa-
chapụ nke mmehie nile.
12 Mana [a]ụmụ-ntakịrị dị ndụ
n'ime Kraịst, ọbụna site na ntọ-
ala nke ụwa; ọbụrụ na ọdịghị
otu a, Chineke bụ Chineke na-
akpa-oke, na kwa Chineke nke
na-agbanwe-agbanwe, na [b]onye
na-ele ndị mmadụ anya n'iru;

3*a* Mosa. 4:11.
*b* NGAN Amara.
4*a* 3 Nif. 11:22, 28; 18:34.
7*a* NGAN Okwu nke Chineke.
8*a* Mak. 2:17.
*b* Mak. 10:13–16.
*c* Mosa. 3:16; OznỌd. 74:7.
*d* NGAN Mmehie.
*e* 2 Nif. 2:25–27. NGAN Ọdịda nke Adam na Iv.
*f* Jen. 17:10–11. NGAN Ibi-úgwù.
10*a* NGAN Inye Nkọwasị, Nkọwasị, Nwe Nkọwasị.
*b* NGAN Nwa-ntakịrị, Ụmụ-ntakịrị; Umeala, Ịdị Umeala.
11*a* NGAN Baptism, Mee Baptism—Ntozu-oke nile maka baptism; Nwa-ntakịrị, Ụmụ-ntakịrị.
*b* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
12*a* OznỌd. 29:46–47; 93:38.
*b* Ndị-Efe. 6:9; 2 Nif. 26:33; OznỌd. 38:16.

n'ihi na ụmụ-ntakịrị ole nwụ-
woro na-emeghị baptism!
13 Ya mere, ọbụrụ na-enweghị
ike ịzọpụta ụmụ-ntakịrị na-eme-
ghị baptism, ndị a ga-agawọrịị
n'ọkụ ala-mụọ agwụgh-agwụ.
14 Lee asị m unu, na onye nke
na-eche na ụmụ-ntakịrị nwere
mkpa ime baptism nọ n'ime
olulu ilu na agbụ nile nke ajọọ-
omume; n'ihi na o nweghị
ma-ọbụ [a]okwukwe, olile-anya,
ma-ọbụ afọ-ọma; ya mere; ọbụ-
rụ na e bepụ ya mgbe ọ ka nọrịị
n'echiche ahụ, ọ ga-agbadarịrị
ala-mụọ.
15 Nịhị na egwu ka ajọọ-omu-
me ahụ dị bụ iche na Chineke
na-azọpụta otu nwata n'ihi bap-
tism, ma nke ọzọ ga-alarịrị n'iyi
n'ihi na o meghị baptism.
16 Ahụhụ na-adịrị ndị nke
ga-eduhie ụzọ nile nke Onye-
nwe n'ụdị a, n'ihi na ha ga-ala
n'iyi ma ọbụghị na ha chegha-
rịrị. Lee, eji m atụghị-egwu na-
ekwu, ebe m nwere [a]ikike sitere
na Chineke; ma anaghị m atụ-
egwu ihe mmadụ nwere ike ime;
n'ihi na [b]ịhụnanya zuru-oke
[c]na-achụpụ egwu.
17 Ma e jupụtara m [a]n'afọ-ọma,
nke bụ ịhụnanya mgbe nile na-
adigide; ya mere, ụmụ-ntakịrị
nile dị otu ụdị nye m, ya mere,
eji m ịhụnanya zuru-oke hụ
[b]ụmụ-ntakịrị n'anya; ma ha nile
yiri onwe ha ma bụrụ ndị nketa
nke nzọpụta.
18 N'ihi na a matara m na
Chineke abụghị Chineke na-
akpa oke, ọbụghị ma-ọbụ onye
na-agbanwe-agbanwe; kama ọ
naghị [a]agbanwe-agbanwe site
[b]mgbe ebighi-ebi nile ruo mgbe
ebighi-ebi nile.
19 [a]Ụmụ-ntakịrị enweghị ike
icheghari̩; ya mere, ọ bụ ajọọ-
omume dị egwu ịjụ inye ha
ebere Chineke nile na-enweghị
ntụpọ, n'ihi na ha nile dị ndụ
n'ime ya n'ihi [b]ebere ya.
20 Ma onye nke na-asị na
ụmụ-ntakịrị nwere mkpa ime
baptism na-ajụ inye ha ebere
nile nke Kraịst, ma were dịka
ihe efu [a]aja mgbaghara mmehie
nke ya na ike nke mgbapụta ya.
21 Ahụhụ na-adịrị ụdị ndị ahụ,
n'ihi na ha nọ n'ihe egwu nke
ọnwụ, [a]ala-mụọ, na [b]ịta-ahụhụ
agwụgh-agwụ. Ana m ekwu
ya na-atụghị-egwu; Chineke
enyewo m iwu-nsọ. Gee ha ntị
ma chebara ya uche, ma-ọbụ
ha ga-eguzoro megide unu
[c]n'oche-ikpe nke Kraịst.
22 N'ihi na lee na ụmụ-ntakịrị
nile [a]dị ndụ n'ime Kraịst, na
kwa ndị nile na-enweghị [b]iwu

---

14*a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13; Ita 12:6; Moro. 7:25–28; 10:20–23.
16*a* NGAN Ikike.
*b* NGAN Ịhụnanya.
*c* 1 Jọn 4:18.
17*a* NGAN Afọ-ọma.
*b* Mosa. 3:16–19.
18*a* Alma 7:20; Mọm 9:9. NGAN Chineke, Chi-ukwu.
*b* Moro. 7:22.
19*a* Luk 18:15–17.
*b* NGAN Ebere, Obi-ebere.
20*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie; Atụmatụ nke Mgbapụta.
21*a* NGAN Ala-mụọ.
*b* Jekọb 6:10; Mosa. 28:3; OznỌd. 19:10–12.
*c* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.
22*a* NGAN Nzọpụta—Nzọpụta nke Ụmụ-ntakịrị.
*b* Ọlndoz. 17:30; OznỌd. 76:71–72.

ahụ. N'ihi na ike nke [c]mgbapụta
na-abịakwasị ndị nile na-enwe-
ghị iwu; ya mere, onye ọbụla
nke a na-enyeghị iwu, ma-ọbụ
onye nke na-anọghị n'okpuru
amam-ikpe, enweghị ike iche-
gharị; ma i nye ụdị ndị ahụ
baptism abaghị uru—
23 Mana ọ bụ ịkwa-emo n'iru
Chineke, ịgọnarị ebere nile nke
Kraịst, na ike nke Mụọ Nsọ ya,
na itinye ntụkwasị-obi [a]n'ọrụ
nile nwụrụ-anwụ.
24 Lee, nwa m nwoke, ihe
nke a ekwesịghị ịdị; n'ihi na
[a]nchegharị dịrị ndị nke nọ
n'okpuru ọmụma-ikpe na n'o-
kpuru ọbụbụ-ọnụ nke iwu
emebiri emebi.
25 Ma mkpụrụ-mbụ nile nke
[a]nchegharị bụ [b]baptism; ma bap-
tism na-abịa site n'okwukwe ruo
na mmejupụta nke iwu-nsọ nile
ahụ; ma mmejupụta nke iwu-
nsọ nile ahụ na-eweta [c]nsachapụ
nke mmehie nile;
26 Ma nsachapụ nke mmehie
nile na-eweta [a]ịdị-nwayọ, na
ịwedata obi ala; ma n'ihi ịdị-
nwayọ na ịwedata obi ala
ka nleta nke [b]Mụọ Nsọ ga-esi
wee bịa, bụ [c]Onye-nkasi-obi
nke na-emejupụta [d]n'olile-anya
na [e]ịhụnanya zuru-oke, bụ
ịhụ-n'anya nke na-adigide site
[f]na-ịgbalị [g]n'ekpere, ruo mgbe
ọgwụgwụ ga-abịa, mgbe [h]ndị
nsọ nile ga-ebinyere Chineke.
27 Lee, nwa m nwoke, aga
m edekwara gị akwụkwọ ọzọ
ma ọbụrụ na mụ apụghị ọsọ-
ọsọ imegide ndị Leman. Lee,
[a]mpako nke mba nke a, ma-ọbụ
ndị nke ndị Nifaị, egosịwo
mbibi ha ma ọbụghị na ha
ga-echegharị.
28 Kpeere ha ekpere, nwa m
nwoke, ka nchegharị wee bịa-
kwute ha. Mana lee, ana m atụ
egwu eleghị-anya Mụọ ahụ
akwụsịwo [a]ịnọnyere ha; ma
n'akụkụ ala nke a ha nọ kwa
na-achọ iwepụ ike nile na ikike
nke sitere n'ebe Chineke nọ
na-abịa; ma ha [b]na-agọnarị
Mụọ Nsọ.
29 Ma mgbe ha jụworo nnu-
kwu ọmụma-ihe dị otu a, nwa m
nwoke, ha ga-ala-n'iyi ọsọ-ọsọ
ruo na mmejupụta nke amụma
nile nke ndị-amụma nile kwu-
woro, na kwa dịka okwu nile nke
Onye-Nzọpụta anyị n'onwe ya.
30 Nọdụ nke ọma, nwa m
nwoke, ruo mgbe m ga-edere gị
akwụkwọ ọzọ, ma-ọbụ zute gị
ọzọ. Amen.

---

Akwụkwọ-ozi nke abụọ nke

22*c* NGAN Gbapụta, Gbapụtara, Mgbapụta.
23*a* OznỌd. 22:2.
24*a* NGAN Chegharia, Nchegharị.
25*a* NGAN Baptism, Mee Baptism—Ntozu-oke nile maka baptism.
*b* Moses 6:58–60.
*c* OznỌd. 76:52.
NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
26*a* NGAN Dị Nwayọ, Ịdị Nwayọ.
*b* NGAN Mụọ Nsọ.
*c* NGAN Onye Nkasi-obi.
*d* NGAN Olile-anya.
*e* 1 Pita 1:22; 1 Nif. 11:22–25.
*f* NGAN Irusi-ọrụ Ike.
*g* NGAN Ekpere.
*h* NGAN Onye-nsọ.
27*a* OznỌd. 38:39.
NGAN Mpako.
28*a* Mọm 5:16.
*b* Alma 39:6.
NGAN Mmehie Na-enweghị Mgbaghara.

Mọmọn degaara nwa ya nwoke
Moronaị.

*Mejupụtara isi 9.*

## ISI 9

*Ma ndị Nifaị ma ndị Leman e metọ-
rọ ha ma si n'omume-kwesịrị-ekwe-
sị wezuga onwe ha — Ha na-ata
ahụhụ ma na-egburịta onwe ha —
Mọmọn wee kpee ekpere ka amara
na ịdị-mma wee nọkwasị Moronaị
ruo mgbe nile. Ihe dịka afọ 401 ruo
421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

NWA m nwoke m hụrụ-n'anya,
ana m e dere gị akwụkwọ ọzọ
ka i wee mata na m ka dị ndụ;
mana ana m ede ihe ole na ole
maka ihe nke dị mwute.
2 N'ihi na lee, enwewo m nnu-
kwu ịlụ-agha mụ na ndị Leman,
n'ime nke anyị na-emerighị; ma
Akeantus adawo site na mma-
agha ahụ; na kwa Lụram na
Emrọn; e, ma anyị atụfuwo nnu-
kwu ọnụ-ọgụgụ nke ndị nwoke
anyị họọrọ ahọ.
3 Ma ugbua lee, nwa m nwo-
ke, egwu na-atu m eleghị-anya
ndị Leman ga-ebibi ndị a; n'ihi
na ha anaghị echegharị, ma
Setan na-akpasu ha iwe otu onye
megide ibe ya esepụghị-aka.
4 Lee, eso m ha n'arụ ọrụ ese-
pụghị-aka; ma mgbe m kwuru
okwu nke Chineke [a]n'ịdị-nkọ,
ha na ama jijiji ma na-eweso
m iwe; ma mgbe m na-ejighi
idi-nkọ ha na-emesi obi ha
ike megide ya; ya mere, egwu
na-atụ m na-eleghị-anya Mụọ
nke Onye-nwe akwụsịwo [b]ịnọ-
nyere ha.
5 N'ihi na nnukwu ka ha
na-ewe iwe karịa nke mere na ọ
dị m ka ha anaghị atụ egwu
maka ọnwụ; ma ha atụfuwo
ịhụ-n'anya ha, otu onye n'ebe
ibe ya nọ; ma ha nwere [a]agụụ
ọbara na ịbọ-ọbọ esepụghị-aka.
6 Ma ugbua, nwa m nwoke m
hụrụ-n'anya, na-agbanyeghị obi
ike ha, ka anyị [a]gbalisie ike
n'ọrụ; n'ihi na ọbụrụ na anyị
ga-akwụsị [b]ịrụ ọrụ, a ga-eweta
anyị n'okpuru amam-ikpe; n'ihi
na anyị nwere ọrụ anyị ga-arụ
mgbe nile anyị nọ n'ụlọ nke a e
jiri ụrọ wuo, ka anyị wee merie
onye-iro nke ezi-omume nile
ahụ, ma nye mkpụrụ-obi anyị
izu-ike n'ala-eze nke Chineke.
7 Ma ugbua ana m ede ihe ole
na ole gbasara ịta-ahụhụ nke
ndị a. N'ihi na dịka mmụta nke
m nataworo site n'aka Amọrọn,
lee, ndị Leman nwere ọtụtụ ndị-
mkpọrọ, nke ha wetara site n'ụ-
lọ-elu tọwa nke Sheraịza; ma e
nwere ndịkom, ndịnyom na
ụmụ-ntakịrị.
8 Ma ndị di nile na ndị nna
nile nke ndịnyom na ụmụ-nta-
kịrị ndị a ka ha gbuworo; ma ha
nyejuru ndịnyom ahụ afọ site
n'anụ-arụ nke ndị di ha, ma
ụmụ-ntakịrị ahụ n'anụ-arụ nke
ndị nna ha; ma ọdịghị mmiri,
ma ọbụghị ntakịrị, ka ha na
enye ha.
9 Ma na-agbanyeghị nnukwu
ihe aru nke ndị Leman a, ọ

**9** 4*a* 2 Nif. 1:26–27;
OznỌd. 121:41–43.
*b* OznỌd. 1:33.
5*a* Mọm 4:11–12.
6*a* NGAN Irusi-ọrụ Ike.
*b* Jekọb 1:19;
Inọs 1:20.
NGAN Ọrụ.

karịghị nke ndị nke anyị bi na
Moriantọm. N'ihi na lee, ọtụtụ
ụmụ-ada nke ndị Leman ka
ha kpọrọworo ndị-mkpọrọ; ma
mgbe ha napụworo ha ihe
ahụ nke ha hụkarịsịrị-n'anya
ma dị mkpa karịa ihe nile,
nke bụ [a]ịdị-ọcha-mmekọrịta na
[b]ezigbo-omume—

10 Ma mgbe ha meworo ihe
nke a ha gburu ha n'ụzọ obi-
ọjọọ kachasị njọ, na-ata arụ ha
ahụhụ ọbụna ruo n'ọnwụ; ma
mgbe ha mesịworo nke a, ha
richapụrụ anụ-arụ ha dịka anụ
ọhịa nile; n'ihi isi-ike nke obi
ha nile; ma ha na-eme ya maka
ihe aka-ebe nke atụghị-egwu.

11 O nwa m nwoke m hụrụ-
n'anya, olee otu ndị di otu a, ndị
na-enweghị ọzụzụ—

12 (Ma nanị afọ ole na ole
gafeworo, ma ha bụụrụ ndị a
zụrụ azụ na ndị mara ezigbo
mma ile-anya)

13 Mana O nwa m nwoke, olee
otu ndị dị otu a, ndị ihe na amasị
ha dị n'ime ihe arụ dị ukwuu
otu a—

14 Olee otu anyị ga-esi tụọ-
anya na Chineke [a]ga-akwụsị
aka ya n'ikpe ikpe megide anyị?

15 Lee, obi m na-eti mkpu:
ahụhụ na-adịrị ndị a. Pụta
n'ikpe-ikpe, O Chineke, ma zoo
mmehie ha nile, na ajọọ-omu-
me, na ihe arụ nile site n'iru gị!

16 Ma ọzọ, nwa m nwoke, e
nwere ọtụtụ [a]ndịnyom isinkpe
na ụmụ-ada ha ndị nọgidere na
Sheraịza; na ihe oriri nke ahụ
ndị Leman na-ebupụghị, lee,
ndị-agha nke Zinafaị ebupụwo,
ma hapụ ha ka ha na-agagharị
ebe ọbụla ha nwere ike maka
nri; ma ọtụtụ ndị agadi-nwanyị
na ada-mba n'ụzọ ma nwụọ.

17 Ma ndị-agha nke mụ na ha
nọ esighị-ike; ma ndị-agha nile
nke ndị Leman nọ n'etiti Sheraị-
za na mụ; ma ka ha ra bụ ndị
gbakwugaworo ndị-agha nke
[a]Erọn e mewo ka ha taa ahụhụ
nye enweghị obi ebere ha.

18 O mmetọ nke ndị m! Ha
enweghị usoro ma ha enweghị
ebere. Lee, abụ m nanị otu nwo-
ke, ma enwere m nanị ume nke
otu nwoke, ma enweghịkwa m
ike ọzọ ime ka iwu m nile dị ire.

19 Ma ha esịwo ezigbo ike n'e-
kweghị ekwe ha; ma n'otu aka
ahụ ha enweghị ebere, na ede-
beghị onye ọbụla, ọbụghị ma-
ọbụ okenye ma-ọbụ nwata; ma
ha nwere mmasị n'ihe nile ma-
ewezuga ihe ahụ nke dị mma;
ma ịta-ahụhụ nke ndịnyom anyị
na ụmụntakịrị anyị n'elu iru nile
nke ala nke a karịrị ihe nile; e, ire
enweghị ike ịkọ, ọbụghị ma e
nwere ike ide ya.

20 Ma ugbua, nwa m nwoke,
agaghị m anọgide kwa ọzọ
n'ihe nkiri nke a dị egwu. Lee, ị
matara ajọọ-omume nke ndị a;
ị matara na ha enweghị ụkpụ-
rụ-ọma, ma ha agafewo inwe-
mmetụta; ma ajọọ-omume ha
[a]karịrị nke ndị Leman.

21 Lee, nwa m nwoke, enwe-
ghị m ike ịkọ-akụkọ-ọma maka
ha nye Chineke eleghị-anya ya
enye m otiti ihe.

9*a* NGAN Ịdị-ọcha Mmekọrịta.
*b* NGAN Ezigbo Omume.
14*a* Alma 10:23.
16*a* NGAN Nwanyi-isi-mkpe.
17*a* Mọm 2:9.
20*a* Hil. 6:34–35.

22 Mana lee, nwa m nwoke
ana m akọ-akụkọ-ọma maka gị
nye Chineke, ma atụkwasịrị m
obi na Kraịst na a ga-azọpụta gị;
ma ana m ekpere Chineke ka o
wee [a]debe ndụ gị, ịhụ nlaghachị
nke ndị ya n'ebe ọ nọ, ma-ọbụ
mbibi kpam-kpam ha; n'ihi na
a matara m na ha ga-ala n'iyi
ma ọbụghị na ha [b]chegharịrị
ma laghachị-kwute ya.
23 Ma ọbụrụ na ha laa n'iyi ọ
ga-adị ka nke ndị Jared, n'ihi
ịdị na njikere nke obi ha nile,
[a]ịchọ ọbara na [b]ịbọ-ọbọ.
24 Ma ọbụrụ na ha nwụọ, anyị
matara na ọtụtụ ụmụnne anyị-
ndị-nwoke [a]agbapụwo gakwu-
ru ndị Leman, ma ọtụtụ ndị ọzọ
ga-agbapụkwa gakwuru ha; ya
mere, detụ ihe ntakịrị ole na ole,
ma ọbụrụ na edebe gị ma aga m
anwụ ma ahụghị m gị; mana
atụkwasịrị m obi na aga m ahụ
gị n'oge na-adịghị-anya; n'ihi
na-eji m akụkọ-ndekọta nile dị
nsọ nke m [b]ga-enyefe gị n'aka.
25 Nwa m nwoke, nwee
okwukwe na Kraịst; ma ka ihe
nile ndị nke m deworo ghara
iwute gị, ịnyida gị ruo ọnwụ;
kama ka Kraịst bulite gị elu, ma
ka [a]ahụhụ ya nile na ọnwụ, na
ngosi nke arụ ya nye ndị nna
anyị, na ebere ya na ogologo
ntachi-obi, na olile-anya nke
otuto ya na nke [b]ndụ ebighi-ebi,
dịrị n'ime [c]obi gị ruo mgbe nile.
26 Ma ka amara nke Chineke
Nna, onye oche-eze ya dị elu
n'elu-igwe nile, na Onye-nwe
anyị Jisus Kraịst, onye na-anọdụ
[a]n'aka-nri nke ike ya, ruo mgbe
ihe nile ga-adị n'okpuru ya, dịrị
ma nọnyere gị ruo mgbe nile.
Amen.

## ISI 10

*Igba-ama maka Ạkwụkwọ nke Mọmọn na-abịa site n'ike nke Mụọ Nsọ—Onyinye nile nke Mụọ a na-enye ha ndị nwere okwukwe—Onyinye nke mụọ nile n'eso okwukwe oge nile—Okwu nile nke Moronaị wee kwuo okwu site n'uzuzu—Bịakwute Kraịst, ka e mee ka unu zuo-oke n'ime ya, ma sachaa mkpụrụ-obi unu nile. Ihe dịka afọ 421 mgbe a mụsịrị Kraịst.*

UGBUA mụ, Moronaị, na-ede
ụfọdụ ihe dịka o siri dị m mma;
ma ana m edegara ụmụnne m
nwoke, [a]ndị Leman; ma ọ ga-adị
m mma ma a sị na ha ga-amata
na ihe karịrị narị afọ anọ na iri
afọ abụọ agafewo site n'oge e
nyere ihe iriba-ama maka ọbị-
bịa nke Kraịst.
2 Ma [a]arachilitere m akụkọ-
ndekọta nile ndị a, mgbe m
kwuchaworo okwu ole na ole
n'ụzọ nke agbam-ume nye unu.
3 Lee, aga m agba unu ume ka
mgbe unu ga-agụ ihe ndị a, ma

22*a* Mọm 8:3.
*b* Mal. 3:7;
Hil. 13:11;
3 Nif. 10:6; 24:7.
23*a* Mọm 4:11–12.
*b* Ita 15:15–31.
24*a* Alma 45:14.
*b* Mọm 6:6.
25*a* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*b* NGAN Ndụ Ebigh-ebi.
*c* NGAN Uche.
26*a* Luk 22:69;
Ọlndoz. 7:55–56;
Mosa. 5:9;
Alma 28:12.
**10** 1*a* OznỌd. 10:48.
2*a* Mọm 8:4, 13–14.
NGAN Akwụkwọ-nsọ nile—Akwụkwọ-nsọ nile e buru n'amụma ga-abịa.

ọbụrụ na ọ bụ amamihe n'ime
Chineke na unu ga-agụ ha, na
unu ga-echeta otu Onye-nwe
siri nwe obi ebere n'ebe ụmụ
nke mmadụ nọ, site n'okike nke
Adam gbada ruo n'oge nke unu
ga-anata ihe ndị a, ma [a]tụgharịa
ya n'uche n'ime [b]obi unu nile.
4 Ma mgbe unu ga-anata ihe
ndị a, aga m agba unu ume ka
unu wee [a]jụọ Chineke, Nna nke
Ebighi-ebi, n'aha nke Kraịst, ma
ihe ndị a ha [b]abụghị ezi-okwu;
ma ọbụrụ na unu ga-eji [c]ezigbo
obi, jiri [d]ezigbo ebum-n'obi, na-
enwe [e]okwukwe n'ime Kraịst,
ọ [f]ga-egosipụta [g]ezi-okwu maka
ya nye unu, site n'ike nke
Mụọ Nsọ.
5 Ma site n'ike nke Mụọ Nsọ
unu ga-enwe ike [a]mata [b]ezi-
okwu nke ihe nile.
6 Ma ihe ọbụla nke dị mma
zịrị-ezi ma bụrụ ezi-okwu; ya
mere, ọdịghị ihe ọbụla nke dị
mma na-agọnarị Kraịst ahụ,
kama ha na-ekwupụta na ọ nọ.
7 Ma unu ga-amata na ọ nọ,
site n'ike nke Mụọ Nsọ; ya mere
aga m agba unu ume ka unu
ghara ịgọnarị ike nke Chineke;
n'ihi na ọ na arụ-ọrụ site n'ike,
[a]dịka okwukwe nke ụmụ nke
mmadụ siri dị, otu aka ahụ taa
na echi, na ruo mgbe nile.
8 Ma ọzọ, ana m agba unu
ume, ụmụnne m nwoke, ka unu
ghara ịgọnarị [a]onyinye nile nke
Chineke, n'ihi na ha dị ọtụtụ;
ma ha si n'otu Chineke ahụ bịa.
Ma e nwere [b]ụzọ dị iche iche
nke e si na-enye onyinye ndị a;
mana ọ bụ otu Chineke ahụ bụ
onye na-arụ ihe nile dị n'ime
ihe nile; ma a na-enye ha site na
ngosipụta nile nke Mụọ nke
Chineke nye ndị mmadụ, inye
ha uru.
9 N'ihi na lee, [a]otu onye ka e
nyere site na Mụọ nke Chineke,
ka o wee [b]kụzie okwu nke
amamihe.
10 Ma e nyere onye ọzọ, ka o
wee kụzie okwu nke ọmụma-
ihe site n'otu Mụọ ahụ;
11 Ma e nyere onye ọzọ, nnu-
kwu [a]okwukwe karịrị akarị; ma
nye onye ọzọ, onyinye nile nke
[b]ịgwọ-ọrịa site n'otu Mụọ ahụ;
12 Ma ọzọ, nye onye ọzọ, ka
o wee rụọ nnukwu [a]ọrụ-ebube
nile;
13 Ma ọzọ, nye onye ọzọ,
ka o wee buo-amụma gbasara
ihe nile;
14 Ma ọzọ, nye onye ọzọ,
ịhụ ndị mụọ-ozi na nkụzi nke
mụọ nile;
15 Ma ọzọ, nye onye ọzọ, ụdị
asụsụ nile;

3*a* Deut. 11:18–19.
NGAN Ntụgharị Uche.
*b* Deut. 6:6–7.
4*a* NGAN Ekpere.
*b* 1 Nif. 13:39; 14:30; Mosa. 1:6; Ita 4:10–11; 5:3.
*c* NGAN Ịkwụ Ọtọ, Kwụ-ọtọ.
*d* Jemes 1:5–7; Moro. 7:9.
*e* NGAN Okwukwe.
*f* NGAN Mkpughe.
*g* NGAN Ezi-okwu.
5*a* OznỌd. 35:19.
NGAN Igosipụta Ihe Di Iche, Onyinye nke; Ịgba-ama, Ọgbụgba-ama.
*b* Jọn 8:32.
7*a* 1 Nif. 10:17–19.
8*a* NGAN Onyinye nile nke Mụọ.
*b* OznỌd. 46:15.
9*a* 1 Ndị-Kọ 12:8–11; OznỌd. 46:8–29.
*b* OznỌd. 88:77–79, 118.
11*a* NGAN Okwukwe.
*b* NGAN Gwọọ, Ọgwụgwọ nile.
12*a* NGAN Ọrụ Ebube.

16 Ma ọzọ, nye onye ọzọ, nsụ-
gharị nke asụsụ nile na nke ụdị
[a]asụsụ nile dị iche iche.
17 Ma onyinye nile ndị a na-
abịa site na Mụọ nke Kraịst;
ma ha na abịakwute onye ọbụla
n'ụdị n'ụdị, dịka o siri chọọ.
18 Ma aga m agba unu ume
ụmụnne m nwoke ndị m
hụrụ-n'anya, ka unu cheta na
[a]onyinye ọbụla dị mma si na
Kraịst bịa.
19 Ma aga m agba unu ume,
ụmụnne m nwoke m hụrụ
n'anya, ka unu cheta na ọ bụ
[a]otu onye ahụ ụnyahụ, taa, na
ruo mgbe nile, ma na onyinye
nile ndị a nke m kwuworo maka
ha, ndị bụ nke mụọ, ọdịghị mgbe
ọbụla a ga-ewepụ ha, ọbụna ruo
mgbe nile nke ụwa na-eguzoro,
nanị dịka [b]ekweghị-ekwe nke
ụmụ nke mmadụ siri dị.
20 Ya mere a ga-enwerịrị
[a]okwukwe; ma ọbụrụ na a ga-
enwerịrị okwukwe a ga-enwe-
rịrị kwa olile-anya; ma ọbụrụ
na a ga-enwerịrị olile-anya a
ga-enwerịrị kwa afọ-ọma.
21 Ma ma-ọbụghị na unu
nwere [a]afọ-ọma ọdịghị otu
ọbụla a ga-esi wee zọpụta unu
n'ala-eze nke Chineke; ọbụghị
ma a ga-azọpụta unu n'ala-eze
nke Chineke ma ọbụrụ na unu
enweghị okwukwe; ọbụghị ma
unu nwere ike ma ọbụrụ na
unu enweghị olile-anya.
22 Ma ọbụrụ na unu enweghị
olile-anya unu ga-anọrịrị n'ịda
mba; ma ịda-mba na-abịa n'ihi
ajọọ-omume.
23 Ma Kraịst gwara ndị nna
anyị n'ezi-okwu: [a]Ọbụrụ na unu
nwere okwukwe unu nwere ike
ime ihe nile nke dị mkpa nye m.
24 Ma ugbua ana m agwa
nsọtụ nile nke ụwa okwu — na
ọbụrụ na ụbọchị ahụ ga-abịa
nke ike na onyinye nke Chineke
a ga-ewepụ ya n'etiti unu, ọ
ga-abụ [a]n'ihi [b]ekweghị ekwe.
25 Ma ahụhụ na adịrị ụmụ nke
mmadụ ma ọbụrụ na ọ dị otu a;
n'ihi na-agaghị enwe [a]onye
ọbụla ga-eme ihe ọma n'etiti
unu, e-e ọbụghị otu onye. N'ihi
na ọbụrụ na a ga-enwe otu
onye n'etiti unu nke na-eme ihe
ọma, ọ ga-arụ ọrụ site n'ike na
onyinye nile nke Chineke.
26 Ma ahụhụ na adịrị ndị nke
ga-ewepụ ihe ndị a ma nwụọ,
n'ihi na ha na [a]anwụ n'ime
[b]mmehie ha nile, ma agaghị
enwe ike ịzọpụta ha n'ala-eze
nke Chineke; ma ana m ekwu
ya dịka okwu nile nke Kraịst
siri dị; ma anaghị m ekwu
okwu ụgha.
27 Ma ana m agba unu ume ka
unu cheta ihe ndị a; n'ihi na oge
ahụ na-abịa ọsọ-ọsọ mgbe unu
ga-amata na anaghị m ekwu
okwu ụgha, n'ihi na unu ga-ahụ
m n'oche ikpe nke Chineke; ma
Onye-nwe Chineke ga-asị unu:
Ọ bụ na ekwupụtaghị m [a]okwu

16*a* NGAN Ire nile, Onyinye nke.
18*a* Jemes 1:17.
19*a* Ndị-Hib 13:8.
*b* Moro. 7:37.
20*a* Ita 12:3–37.
21*a* 1 Ndị-Kọ 13:1–13; Moro. 7:1, 42–48. NGAN Afọ-ọma.
23*a* Moro. 7:33.
24*a* Moro. 7:37.
*b* NGAN Ekweghị-ekwe.
25*a* NAJS, Abụọma 14:1–7; Ndi Rom 3:10–12.
26*a* Ezik. 18:26–27; 1 Nif. 15:32–33; Mosa. 15:26.
*b* Jọn 8:21.
27*a* 2 Nif. 33:10–11.

m nile nye unu, nke e dere site n’aka nwoke a, dịka otu onye [b]na-eti site na ndị nwụrụ-anwụ, e, ọbụna dịka otu onye na-ekwu okwu site [c]n’uzuzu?

28 Ana m ekwupụta ihe ndị a maka mmejupụta nke amụma nile. Ma lee, ha ga-esị n’ọnụ nke Chineke nke mgbe nile na-adigide wee pụta; ma okwu ya [a]ga-agagharịsịke site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.

29 Ma Chineke ga-egosị unu, na ihe ahụ nke m deworo bụ ezi-okwu.

30 Ma ọzọ aga m agba unu ume ka unu [a]bịakwute Kraịst, ma jidesie onyinye ọma ọbụla ike, ma [b]ebịtụkwala ajọọ onyinye ahụ aka, ma-ọbụ ihe nke na adịghị ọcha.

31 Ma [a]teta, ma bilie site n’uzuzu, O Jerusalem; e, ma yịkwasị ọmarịcha uwe nile unu, O ada nke [b]Zaịọn; ma mee ka [c]stek unu nile [d]sie ike ma mesaa oke-ala unu nile mbara ruo mgbe nile, ka ị ghara kwa inwe [e]mgbagwọju-anya ọzọ, ka ọgbụgba-ndụ nile nke Nna nke mgbe ebighi-ebi nke o meworo nye unu, O ụlọ nke Israel, ka e wee mejupụta ya.

32 E, [a]bịakwute Kraịst, ma ka e mee ka unu [b]zuo-oke n’ime ya, ma wezuga onwe unu site n’amaghị Chineke nile; ma ọbụrụ na unu ga-ewezuga onwe unu site n’amaghị Chineke nile, ma [c]hụ Chineke n’anya jiri ike unu nile, echiche na ume, mgbe ahụ ka amara ya zuru-oke nye unu, nke mere na site n’amara ya unu ga-ezu-oke n’ime Kraịst; ma ọbụrụ na site [d]n’amara nke Chineke unu zuo-oke n’ime Kraịst, ọdịghị otu unu ga-esị gọnarị ike nke Chineke.

33 Ma ọzọ, ọbụrụ na unu site n’amara nke Chineke zuo oke n’ime Kraịst, ma ghara ịgọnarị ike ya, mgbe ahụ ka a [a]ga-asacha unu n’ime Kraịst site n’amara nke Chineke, site n’ịkwafu [b]ọbara nke Kraịst, nke dị n’ime ọgbụgba-ndụ nke Nna ahụ maka [c]nsachapụ nke mmehie unu nile, ka unu wee dị [d]nsọ, na-enweghị ntụpọ.

34 Ma ugbua asị m ndị nile, nọdụ-nke-ọma. Aga m a ga ọsọ-ọsọ [a]izu-ike na [b]paradaịs nke Chineke, ruo mgbe [c]mụọ m na arụ m [d]ga-ejikọta kwa ọnụ ọzọ, ma akpọruta m na mmeri site [e]n’ikụkụ, izute unu n’iru [f]oche-ikpe mmasị nke [g]Jehova ukwu ahụ, [h]Onye-ikpe Ebighi-ebi nke ndị dị ndụ na ndị nwụrụ-anwụ. Amen.

27*b* 2 Nif. 3:19–20; 27:13; 33:13; Mọm 9:30.
*c* Aisa. 29:4.
28*a* 2 Nif. 29:2.
30*a* 1 Nif. 6:4; Mọm 9:27; Ita 5:5.
*b* Alma 5:57.
31*a* Aisa. 52:1–2.
*b* NGAN Zaịọn.
*c* NGAN Stek.
*d* Aisa. 54:2.
*e* Ita 13:8.
32*a* Mat. 11:28; 2 Nif. 26:33; Jekọb 1:7; Omnai 1:26.
*b* Mat. 5:48; 3 Nif. 12:48. NGAN Zuru-oke.
*c* OznỌd. 4:2; 59:5–6.
*d* 2 Nif. 25:23.
33*a* NGAN Ido-nsọ.
*b* NGAN Aja Mgbaghara Mmehie, Ichụ Aja Mgbaghara Mmehie.
*c* NGAN Nsachapụ nke Mmehie nile.
*d* NGAN Ịdị-nsọ.
34*a* NGAN Izu-ike.
*b* NGAN Paradaịs.
*c* NGAN Mụọ.
*d* NGAN Mbilite n’Ọnwụ.
*e* 1 Ndị-Tes. 4:17.
*f* Jekọb 6:13.
*g* NGAN Jehova.
*h* NGAN Jisus Kraịst—Ikpe.

NGWỤCHA